

This is a digital copy of a book that was preserved for generations on library shelves before it was carefully scanned by Google as part of a project to make the world's books discoverable online.

It has survived long enough for the copyright to expire and the book to enter the public domain. A public domain book is one that was never subject to copyright or whose legal copyright term has expired. Whether a book is in the public domain may vary country to country. Public domain books are our gateways to the past, representing a wealth of history, culture and knowledge that's often difficult to discover.

Marks, notations and other marginalia present in the original volume will appear in this file - a reminder of this book's long journey from the publisher to a library and finally to you.

Usage guidelines

Google is proud to partner with libraries to digitize public domain materials and make them widely accessible. Public domain books belong to the public and we are merely their custodians. Nevertheless, this work is expensive, so in order to keep providing this resource, we have taken steps to prevent abuse by commercial parties, including placing technical restrictions on automated querying.

We also ask that you:

+ *Make non-commercial use of the files* We designed Google Book Search for use by individuals, and we request that you use these files for personal, non-commercial purposes.

+ *Refrain from automated querying* Do not send automated queries of any sort to Google's system: If you are conducting research on machine translation, optical character recognition or other areas where access to a large amount of text is helpful, please contact us. We encourage the use of public domain materials for these purposes and may be able to help.

+ *Maintain attribution* The Google "watermark" you see on each file is essential for informing people about this project and helping them find additional materials through Google Book Search. Please do not remove it.

+ *Keep it legal* Whatever your use, remember that you are responsible for ensuring that what you are doing is legal. Do not assume that just because we believe a book is in the public domain for users in the United States, that the work is also in the public domain for users in other countries. Whether a book is still in copyright varies from country to country, and we can't offer guidance on whether any specific use of any specific book is allowed. Please do not assume that a book's appearance in Google Book Search means it can be used in any manner anywhere in the world. Copyright infringement liability can be quite severe.

About Google Book Search

Google's mission is to organize the world's information and to make it universally accessible and useful. Google Book Search helps readers discover the world's books while helping authors and publishers reach new audiences. You can search through the full text of this book on the web at `http://books.google.com/`

WIDENER
HN JMBB H

JOB—MALAKAI

IBO

Digitized by Google

2235.50.7

Harvard College Library



GIFT OF THE

BRITISH AND FOREIGN
BIBLE SOCIETY

LONDON

Digitized by Google


Digitized by Google

Bible. Job - Malachi. (1904)

Digitized by Google

AGBA OCIE

JOB—MALAKAI

N' ASUSU IBO



London
BRITISH AND FOREIGN BIBLE SOCIETY
1906

Digitized by Google

JOB—MALAKAI

IN THE IBO (NIGER) LANGUAGE

JOB
ABU-QMA
INU-GA
EKLISIASTIS
ABU NKE ABU-GA
AISAIA
JEREMAIA
ABU-AKWA
EZIKIEL
DANIEL
HOSEA
JOEL
EMOS
OBADAIA
JONA
MAIKA
NEHUM
HABAKUK
ZEFANAIA
HAGAI
ZEKARAIA
MALAKAI

Digitized by Google

Harvard College Library
2235.50.7 Sept. 23, 1910
Gift of the
British & Foreign Bible Society

AKWUKWỌ

JOB

1 1 Ofu nwoke dili n'ani Ọz, onye afa-ya bu Job; nwoke afu zulu oke kwulu azi ọtọ, bulu onye natulu Cuku egwu, nagbakuta azi ajọ ife azu. 2 Amutalu ya ndikom isa na umu nwayi itọ. 3 Ife ọnwelu di nnu atulu ili na isa na ọgu ili, na nnu kamel isa na ọgu ili, na nnu efi nabọ na ọgu ili ejikọlu ibọa ibọa, na nnu nwunye anyinya-ibu na ọgu ise, na agadaga nuku ezi-na-unọ; nyabu na nwoke nka buli nuku ka-lisia ndi ani iru-anya-anwu nine. 4 Umu-ya ndikom jelu ùtà n'unọ ibe-fa ebe onye anọna n'ubọsi-ya; fa wezie kpọ umu-nne-fa umu nwayi itọ ka fa solu fa lie la azi. 5 Oluzia, ka ubọsi ùtà-fa galu, Job zie gedo fa nsọ, binie n'uzọ ututu, cua aja nsule ka ọnu-ọgu-fa nine ra: makana Job sili, Ike na umum ndikom emego njọ, kpọ Cuku iyi n'obi-fa. Nọnwọ ka Job melu ubọsi nine. 6 Ubọsi wedi mgbe umu Cuku ji bia ice onwefa n'iru Jehofa, Setan bia azi n'etiti fa. 7 Jehofa wesi Setan, Ebe ka isi eje? Setan weza Jeho-fa, si, N'igaghali nuwa, na ikpaghali nime ya. 8 Jehofa wesi Setan, Iribakwọlu odibom Job ama? na ọnwerọ onye ọbuna dika ya n'uwa, nwoke

zulu oke kwulu azi ọtọ, onye natulu Cuku egwu, nagbakuta azi ajọ ife azu. 9 Setan weza Jehofa, si, Job natulu Cuku egwu na nkiti ka? 10 Ọburọ Nginwa gbarubegolu ya, na unọ-ya, na ife nine ọnwelu, ogige, n'akuku nine ka? Igọzigo ọlu aka-ya-ga, ife ọnwelu abawanyego n'ani. 11 Ma setipu aka-I kita, metu ife nine ọnwelu, ọgakpọlili I iyi n'iru-I. 12 Jehofa wesi Setan, Ne, ife nine dili ya di n'aka-i; sọsọ n'aru-ya ka imanesetipu aka-i kwasi. Setan wesi n'iru Jehofa pua.

13 Oluzia ofu mbọsi mgbe umu-ya ndikom na umu-ya umu-nwayi neli nala manya n'unọ di-ọkpala-fa, 14 ofu onye ozi biakutelu Job, nasi, Efi nakpọbo-ga ani, anyinya-ibu nata-ga nni n'usọ-fa: 15 ndi Ṣiba wewa, kpopusia fa; eye, fa ewelugo iru nmà gbusisia umu-ikolọbia; sọsọ munwa ofu gbaputalu igosi i. 16 Ebe onye afu nekwufu, onye ọzọ bia azi, si, Ọku nke Cuku si n'enu-igwe da, gbucasia atulu-ga, na umu-ikolọbia, legbusia fa; sọsọ munwa ofu gbaputalu igosi i. 17 Ebe onye afu nekwufu, onye ọzọ bia azi, si, Ndi Kaldea melu usu itọ, makwasi kamel-ga, kpopusia fa, eye, fa welu iru nmà gbusisia umu-ikolọbia; sọsọ munwa ofu gbaputalu igosi i. 18 Ebe onye afu nekwufu, onye ọzọ bia azi, si, Umu-i ndikom na umu-i umu-nwayi neli nala manya n'unọ di-ọkpala-fa: 19 ne, nuku ifufe si n'ọfia kwu nkiti webia, tie nkuku inọ nke unọ, ọdakwasi umu-ikolọbia, fa anwurugo; sọsọ munwa ofu gbaputalu igosi i. 20 Job webinie, dọwa akwa-okukoya, kọ isi-ya, weda n'ani, sekpue; 21 ọwesi, Agbam ọtọ wesi n'afọ nnem puta, agamagba azi ọtọ wecigha n'ebe afu: Jehofa nyelu, Jehofa [illegible]o azi; ngọzi dili afa Jehofa. 22 N'ife

nine a Job emerọ njọ, nke onekwu na Cuku melu ife nsọkwu.

2 1 Oluzia ofu mbọsi umu Cuku bialu ice onwefa n'iru Jehofa, Setan bia azi n'etiti fa ice onweya n'iru Jehofa. 2 Jehofa wesi Setan, Ebe ka isi eje? Setan weza Jehofa, si, N'igaghali n'uwa, na ikpaghali nime ya. 3 Jehofa wesi Setan, Iribago odibom Job ama? na ọnwerọ onye ọbuna dika ya n'uwa, nwoke zulu oke kwulu azi ọtọ, onye natulu Cuku egwu, nagbakuta azi ajọ ife azu: ojisililifu izu-oke-ya ike, ọbu ezie na inenum imedide ya, ino ya néme ife ọbuna. 4 Setan weza Jehofa, si, Aru nalu aru, eye, ife nine madu nwelu ka ọgenye maka ndu-ya. 5 Ma setipu aka-I kita, metu ọkpukpu-ya na aru-ya, ọgakpọlili I iyi n'iru-I. 6 Jehofa wesi Setan, Ne, ọdi n'aka-i; rapu sọsọ ndu-ya. 7 Setan wesi n'iru Jehofa pua, welu ajọ ife-ofifi, tie Job sitena ọbu-ukwu-ya genye n'opunisi-ya. 8 Ọwewelu ibelibe-eju iji nakpu onweya; yanwa nọdu n'etiti ntu-ọku. 9 Nwunye-ya wesi ya, Ijisililifu izu-oke-i ike? kpọ Cuku iyi, ka inwuru. 10 Job wesi ya, Inekwu dika ofu nime umu-nwayi neloro elo si ekwu. Gini? ayi ganata ezi ife n'aka Cuku, ma ayi amanata ajọ ife ka? N'ife nine a Job ejiro egbugbele-ọnu-ya me njọ.

11 Ka ndi-ọyi Job itọ nulu maka ajọ ife nine a nke dakwasili ya, fa si ebe onye anọna na be-ya webia; Elaifaz onye-Timanait, na Bildad onye-Ṣuhait, na Zofa onye-Neamatait: fa kakọlu ọnu ibia gerunyelu ya uru na itasi ya obi. 12 Ka fa wenitalu anya-fa n'ọte-aka, fa amaro ya, fa wenie onu-fa, be akwa; ebe onye anọna ọdọwa akwa-okuko-ya, fa nekponi etum enu nekpokwasi n'isi-fa.

13 Fa wenọnyelu ya n'ani ubọsi isa efifie na ucici,
ọnwerọ onye gwalu ya okwu ọbuna: makana fa
fulu na onegbu ya ajọ ngbu.

3 1 Ka nka galu Job saghe ọnu-ya, kpọ ubọsi-
ya iyi. 2 Job weza si:

3 Ka ubọsi nke amulum nime ya na n'iyi,
Na ucici nke sinu, Atulu ime ofu nwa-
nwoke.
4 Ka ubọsi afu bulu ọcici;
Ka Cuku ghalu isi n'enu ju ase ya,
Nke ìfè namukwasi ya.
5 Ka ọcici na onyinyo ọnwu nalu ya;
Ka ulukpu bili n'enu ya;
Ka ife nine neme ka ubọsi gba ọcici yibe ya
egwu.
6 Ucici afu, ka oke ọcici nwude ya:
Ka ọghalu igoli n'etiti ubọsi arọ;
Ka ọghalu ibanye n'ọnu-ọgu nke ọnwa-ga.
7 Ne, ka ucici afu bulu aga;
Ka abu ngoli ọbuna ghalu iba nime ya.
8 Ka ndi bulu ubọsi ọnu kpọ ya iyi,
Ndi kwadebelu ikpani lefaiatan.
9 Ka kpakpando nke ci nkufo di ya gba ọcici:
Ka ọnatu anya ìfè, ma ka ọghalu inwe
nca;
Nke ọnafu mbubolo-anya nke ututu:
10 Makana ọmecitarọ ọnu-uzọ afọ *nnem*,
Nke onezobelu anyam afufu.
11 Gini melu mnejirọ si n'afọ nnem wenwuru?
Gini melu mnejirọ kube ka msi n'afọ we-
puta?
12 Gini melu nkpili-ukwu-ga ji nalum?
Ma-ọbu ala-ga, ka mwela?
13 Makana kita ka mu akedina ani nọdu du;

Akamala ula; mgbe afu akamezulu ike:
14 Nyelu ndi-eze na ndi-ọka-ilolo nke uwa,
Ndi lulu onwefa ebe melufu nkpọnkpọ;
15 Ma-ọbu nyelu ndicie nweluli ọna-edo,
Ndi jili ọna-ọca wekwaju unọ-fa:
16 Ma-ọbu buluzidu dika nwa amukwolu amukwo ezobelu ezobe na adinurọm;
Dika umu nafunurọ ìfè.
17 N'ebe afu ka ndi ọjọ nakwusi nsogbu;
N'ebe afu azi ka ndi ike gwulu nezulu ike.
18 N'ebe afu ka ndi nji nanọkọ n'aru-ofufo;
Fa anurọzi onu onye isi ọlu.
19 Ọbele na nuku nọ n'ebe afu;
Orù apugo n'aka dinwenu-ya.
20 Gini melu eji nye onye nọ n'afufu ìfè,
Nye onye obi inu ndu;
21 Ndi nege ọnwu, ma ọbiarọ;
Gwue ani maka ya kalia àkù zo-ga-lu nzuzo;
22 Ndi nañuli genye n'iwuni enu,
Negoli azi, mgbe fa cọtalu ini?
23 *Gini melu eji nye* nwoke uzọ-ya zolu ezolu *ìfè*
Na onye Cuku gbabidolu ogige?
24 Makana isu-udem abiana tupu mu elibe ife,
Ikpọ-nkpum ka anerupu ka mili.
25 Makana ife mnatulu egwu adakwasim,
Nke afu nke mnajọlu abiakutenam.
26 Anọrọm n'aru-ofufo, nke mnanọ du, nke mnezulu ike;
Ma nsogbu abiana.

4 1 Elaifaz onye-Timanait weza, si,
2 Ọbuluna ofu onye anwa igwa i okwu, ume gekupu i ka?
Ma onye pulu ibìdò onweya n'ikwu okwu?

3 Ne, ikpazigolu imelime,
Inyego azi ndi aka kusisili ike.
4 Okwu-i-ga emego ka onye naso ngongo kwusie ike,
Imego azi ka nkpili-ukwu nadiro-ga ike sie ike.
5 Ma kita obiakutego i, ume nekupu i;
Ometulu i, aru maba i nni.
6 Egwu-i aburo ncekwube-i ka?
Izu-oke nke uzo-i-ga *aburo* ife iji aka?
7 Ayom i, ceta, onye nalu n'iyi, néme ajo ife obuna?
Ma-obu n'ebe ka ndi kwu oto nezolu ezolu?
8 Etu msi wefu, ndi nakpobo ife neloro elo,
Nagha ife ilu aru, fa naghota azi ofu ife afu.
9 Sitena iku-ume nke Cuku fa nana n'iyi,
Site azi n' ifufe nke iwe-Ya ekpocapu fa.
10 Ogbugbo nke agaba, na onu agaba di egwu.
Na ezé-ga nke umu-ikolobia agaba, ka etijisili.
11 Agaba di ilè nana n'iyi nénwe anu ogadoli,
Umu nwunye agaba ka acusasili.
12 Ewetalum ife na nzuzo,
Ntim nalu ntakwu di ya.
13 Nime ilolo-ga sitena ofù-ga nke ucici,
Mgbe oke ula ji dakwasi mądu-ga,
14 Egwu dakwasilim, na aru-iṃa-nni,
Nke melu ka okpukpum nine kwerube.
15 Ofu mo wegafega n'irum;
Ntutu arum wekwunie oto.
16 Okwulu, ma amataròm ife oyili;
Ofu udi dili n'anyam:
Ajulu *di*, mnu onu, *nke nasi*,
17 Ezi omume madu gakali nke Cuku ka?
Nwoke gadikali Onye kelu ya n'oca ka?

18 Ne, Odecekwube ndi-odibo-Ya;
Onagunye azi ndi-mo-ozi-Ya na nsokwu:
19 Kedu ka Omanesizi gunyewanye ndi bi n'uno aja,
Ndi nto-ani-fa di n'etum,
Ndi azolili dika nla!
20 Sitena ututu genyena anyasi ka akwakpolu fa:
Fa na n'iyi okpu onwero onye obuna gbanyelu ya.
21 Eropuro ife okaka di nime fa ka?
Fa nwuru, nénwe amamife.

5 1 Kpo kita; onwelu onye obuna gaza i?
Onye ka igedo iru n'etiti ndi nso?
2 Makana iwe negbu onye nsokwu,
Ekwolo negbu onye ápá.
3 Munwa afugo onye nsokwu ka onagbado nkpologwugwu:
Ma akpolum ebe obi iyi na ntumade.
4 Umu-ya notelu aka n'ebe nzoputa di,
Ecifialu fa aru azi n'onu-uzo-ilo,
Onye nnaputa adiro.
5 Onye onye agu nelicapu owuwe-nni-ya,
Wepu ya oburaba n'ogwu-ga
Onyà neghekpo maka okù-fa.
6 Makana afufu adesi n'etum aputa,
Nke ife ilu-aru nesi n'ani eputa;
7 Ma amulu madu maka ife ilu-aru,
Dika iceke oku nefego n'enu,
8 Ma munwa, agamnaco Cuku,
N'aka Cuku azi ka mgaranye okwum:
9 Nke neme nuku ife-ga nadiro nnyoca
Ife di-ga ebube anagutaro onu:
10 Onye nezowusa ani mili,

Digitized by Google

Zita azi mili-ga n'ugbo-ga :
11 Owesi nọfu do ndi di ani enu ;
Ebunigo azi ndi neru uru n'ebe nzọputa di.
12 Onetili izuzu-ga nke ndi aghughọ,
Aka-fa eweghalu imé ife fa zubelu.
13 Ọnanwude ndi amamife n'aghughọ-fa :
Alo nke ndi obi ngiligọ nefepu efepu.
14 Fa nekwudo ọcici n'efifie,
Nasọ ìsì n'efifie nabọ dika n'ucici.
15 Ma Ọnazọputa n'aka nmà nke si n'ọnu-fa puta,
Ọburaba ọgbenye n'aka dike.
16 Nyabu na ncekwube nadìli onye nenwerọ ike,
Ajọ omume nekpuci ọnu-ya.
17 Ne, aṅuli nadili madu afu onye Cuku kpazili :
Nyabu ajukwana ipia-itali nke Onye pulu ime ife nine.
18 Makana Yanwa nemelu aru, nekekwa ;
Ọnemeta ọnya, aka-Ya nazọ-ga azi.
19 Ọganaputa i n'uzọ afufu isi ;
Eye, nime isa ajọ ife amemetu i aka.
20 N'ugani Ọgagbaputa i n'ọnwu ;
N'agha *Ọgagbaputa* azi *i* n'aka nmà.
21 Agezobe i ka ipua n'itali ile ;
Imatulu nbibi egwu ma ọbiana.
22 Igamu nbibi na oke ugani amu ;
Imanatulu anụmanu di-ga n'uwa egwu.
23 Makana ngi na nkpuma-ga nke ọfia gadi n'àgbà ;
Ngi na anu ọfia gadi-ga na ndokwa.
24 Igama azi na ikwu-i di na ndokwa ;
Igeneta azi ebe-obibi-i, ma imeme njọ.

Google

25 Igama azi na nkpulu-i gadi nuku,
Umu-i gadi ka afifia nke ani.
26 Igabia n'ini-i n'ezigbo agadi,
Dika agho ọka putalu n'ọge-ya.
27 Ne nka, ayi enyocago ya, ọbu nọfu;
Nulu ya, ngi n'onwei malu azi ya.

6 1 Job weza si,
2 Buluzidu na esìgo ife-nwutem,
Bunikọ azi nmebim n'ife nsi-ama-ga!
3 Makana kita ka ọgadikali uzuzu orimili nnu n'alọ:
Maka ya ka okwum jì bulu okwu nelorọ elo.
4 Makana ufele Onye pulu ime ife nine di-ga nimem,
Nke edide-fa mọ nkem nala:
Ujọ nke Cuku nedo onwefa n'usolo ímedidem.
5 Anyinya ọfia nebe akwa ma ọnwe afifia ka?
Ka-ọbu efi nebe ma ife olili di n'iru ya ka?
6 Ageli ife ọbuna usọ nadirọ nétinye nnu ka?
Ka-ọbu usọ ọbuna di n'akuku di ọca nime àkwá ọkuku ka?
7 *Ife* nkpulu-obim julu imetu aka;
Ife ndia dim ka nni nke nemem izize.
8 Onye geme ka mnwe ife myolu;
Ka Cuku nyem ife mcekwubelu!
9 Obunadu na ọgasọ Cuku izọlim;
Na Ọgagbatọpu aka-Ya, webepum!
10 Agamenwelili azi ntasi-obi;
Eye, agamegoli nimc ife ngbu nke nadarapu arapu:
Makana ezoberọm okwu-ga nke Onye di Nsọ.
11 Ikem bu gini, nke mgatu anya?

Digitized by Google

Gini bu isi-njedebem, nke mgeme ka ndum
to ato?
12 Ikem bu ike nkpuma-ga ka?
Ka-obu arum nabu nke ona nkiti ka?
13 Oburo na enweram inye-aka obuna nimem,
Na acupusili izube-ife nimem nca nca?
14 Onye nke nata aru *ka agegosi* afo-oma sitena
aka oyi-ya:
Omezi ogagbanari egwu nke Onye pulu ime
ife nine.
15 Umu-nnam aghogo aghugho dika mili-iyi,
Di azi ka uzo mili-iyi-ga nke nagafe agafe.
16 Nke di-ga oji maka ifi ais,
Nke sno nezobe onweya nime fa:
17 Oge eji eme ka fa neru eru, fa ata:
N'okoci, fa atakolosia n'onodu-fa.
18 Usu ndi ije *ndi naga* n'uzo-fa esi uzo ozo;
Fa arogo n'ebe kwu nkiti, wena n'iyi.
19 Usu ndi ije Tima ne-ga-lu anya,
Usu ndi ije-ga nke Siba tulu anya fa.
20 Ifele melu fa makana fa cekwubeluli;
Fa bialu n'ebe afu, ewemenye fa ifele n'iru.
21 Makana kita unu aburo ife;
Unu fulu ife imebi obi, wetuba egwu.
22 Asimli, Nyem?
Ka-obu, Welunu onwo nime àkù-unu golum
ngo?
23 Ka-obu, Menum ka mgbapu n'aka onye ilo?
Ka-obu, Gbaputamnu n'aka ndi di egwu
ka?
24 Kuzielumnu, munwa gedebe onum du:
Me-azim ka mghota ife mjefielu nime ya.
25 Ifugodu ka okwu kwu-ga oto si sika ike!
Ma kedu ife unu dotalu n'ido-nti-unu?

26 Unu nezube idọ okwu nti ka ?
Ebe okwu onye nejirọ ncekwube nca di-ga ka ifufe.
27 Eye, unu gefekwasi ndi nenwerọ nna nza,
Mẹ ọyi-unu ife afia.
28 Nyabu ka ọsọ unu kita idom iru ;
Makana ọnwerọ ka mgasinata asi n'iru unu.
29 Ayọm unu, cighatanu, ka ajọ omume ghalu idinu ;
Eye, cighanu ọzọ, ezi omumem di ya.
30 Ajọ omume di n'ilem ka ?
Ilem amama ife jọgbulu onwefa ka ?

7 1 Ibu-agha adirọlu madu n'uwa ka ?
Ubọsi-ya adirọ-ga ka ubọsi onye ọlu ugwọ ka ?
2 Dika odibo ọnadọ akpili iba na ndo,
Di azi ka onye ọlu ugwọ nke natu anya ugwọ-ya :
3 Nọnwọ ka emelum ka mnwelu ọnwa na-ga-lu n'iyi,
Ucici-ga nke àkànyà ka enyelum.
4 Mgbe mdinalu ani, mnasi,
Kedu mgbe mgeji bini ? ma ucici solu ogonogo ;
Afọ ejugo-azim na ndaghali wegenye ka ci folu.
5 Eyikwasili aruru na etum n'arum ;
Akpukpọ-arum etelacigo gbọwaputa ọfu.
6 Ubọsim nagba-ga ọsọ kalia ọ́kpà onye nakpa ákwà,
Aneweta fa n'isi-njedebe néji ncekwube.
7 Ceta na ndum bu ifufe :
Anyam amedozi iru ifu ezi ife ọzọ.
8 Anya nke onye fulum amckilim :
Anya-I gadikwasim, ma mmadi ndu.

Google

9 Etu esi kpocapu ulukpu ọgafe,
Ọbu nọfu onye zidalu na Ṣeol amarọgota.
10 Omecighanwozi ọzọ n'unọ-ya,
Nke ọnọdu-ya nama ya ọzọ.
11 Nyabu na munwa amedebe ọnum du;
Agamekwu na nkpa nke mọm;
Agamatamu n'inu nke nkpulu-obim.
12 Munwa bu orimili nnu, ka-ọbu agwọ-ọla mili,
Nke Inedolum nce ka?
13 Mgbe msi, Àkwàm gatasim obi,
Ute-edinam gewepu ntamum;
14 Iwewelu nlọ-ga mebie obim,
Welu ọfù-ga yiem egwu:
15 Nkpulu-obim weralu ntọgbu,
Na ọnwu kalia ọkpukpum *ndia.*
16 Izize nemem; Mmadi ndu ebe-ebe:
Rapum; makana ubọsim di-ga ka ofu nku-ume.
17 Gini ka madu bu, nke Igeme ya nuku,
Tukwasi ya obi-I.
18 Neneta azi ya kwa ututu,
Nanwa ya mgbe nine?
19 Ọge one ka Imanewepu anya-I n'arum,
Nke Igarapum ewemnofiga ọnu-milim?
20 Ọbuluna emegom njọ, gini ka mmelu I, Ngi
Onye nce madu?
Gini melu Iji dom ife Inemedide,
Mwebulu onwem ibu?
21 Ginizi kpatalu Inejirọ bupu njefiem, me ka
ajọ omumem gafe?
Makana kita ka mgedina n'etum;
Igacọsim ike, ma mmanọ.

8 1 Bildad onye-Ṣuhait weza, si,
2 Ọge one ka iganekwulili ife ndia?
Okwu-ga nke ọnu-i ąbulu azi oke ifufe?

3 Cuku nerughali ikpe ka?
Ka-ọbu na Onye pulu ime ife nine nerughali ezi omume ka?
4 Ọbuluna umu-i melu njọ medide Ya,
Qweralu fa nye n'aka njefie-fa:
5 Ọbuluna nginwa gacọsi Cuku ike,
Yọ Onye pulu ime ife nine ayiyọ;
6 Ọbuluna nginwa adi ọca kwulu azi ọtọ;
Ezie kita ka Ọgetetalu i,
Me ka ebe obibi nke ezi omume-i di na ndokwa,
7 Ọbu ezie na isi-nbido-i peluli npe,
Ma isi-njedebe-i gagba nuku agadaga.
8 Ayọm i, jua ase ọge gbo,
Tinye onwei n'ife afu nke nna-fa gwuputagolu;
9 (Makana ayinwa bufu ndi nyafu, ayi amarọ ife,
Makana ubọsi-ayi n'uwa bu-ga onyinyo:)
10 Fanwa amakuzili i, nagwa i,
Si n'obi-fa neweputa okwu ka?
11 Papairọs gepu ma ụlụ adi ka?
Ami gagba nuku ma mili adi ka?
12 Ka ọdifu na ndu-ya, ma akpajipurọ ya,
Onebu nkpa-akwukwọ ọbuna ísì ajanwu.
13 Ọbu nọfu ka uzọ ndi nine cezọlu Cuku si diga;
Atumanya nke onye lulu alu gana n'iyi;
14 Onye atumanya-ya getiwa,
Onye ncekwube-ya bu ọnya-ududo,
15 Ọgadabebe n'unọ-ya, ma unọ-ya amakwudo.
Ọgejisi ya ike, ma unọ afu amakwusi ike.
16 Onye afu di *ka afifia* ndu n'iru anwu,
Ntutu-ya nagbasa n'ogige-ya.

Digitized by Google

17 Ekekọbalu nkpọlọgwugwu-ya n'isi iyi,
Ọnene ebe nkpuma di-ga anya.
18 Ọbuluna eno ya n'ọnọdu-ya,
Ọgagọnari azi ya, *nasi*, Afurọm i.
19 Ne, nka bu ngoli nke uzọ-ya,
N'etum ka ndi ọzọ gesi pu epu.
20 Ne, Cuku amaju onye zulu oke,
Nke Onejide ndi neme ajọ ife n'aka.
21 Ọgemelili ka ámú ju i ọnu ọzọ,
Me azi ka ikpọ-nkpu anuli ju egbugbele-ọnu-i-ga.
22 Ndi kpọlu i asi ka ageyikwasi ifele;
Ikwu ndi ọjọ amadizi.

9 1 Job weza si,
2 N'ezi-okwu amalum na ọbu nọfu:
Kezi ka madu gesi bulu onye ezi omume n'iru Cuku?
3 Ọbuluna ọsọ Ya iso ya lulita uka,
Ọmaza Ya ofu *okwu* nime nnu *okwu* nabọ na iruli.
4 *Ọnwelu* amamife n'obi, di azi ike agadaga:
Onye megolu onweya sie ike imedide Ya, ọgalu ya?
5 Onye nerogha ugwu-ga, ma fa amarọ ya,
Mgbe Oji tilisi fa n'iwe-Ya.
6 Onye namarube uwa me ka osi n'ebe ọnọ puta,
Ide di-ga ya kwerube.
7 Onye nagwa anya-anwu okwu, ọweghalu iwanu;
Kpucita kpakpando-ga okilikili.
8 Onye sọsọ Ya nesetipu enu-igwe-ga,
Nazọkwasi ebe di-ga enu nke orimili nnu ukwu.

Digitized by Google

9 Onye neke Bea, Orion, na Plaiadis,
Na obulu-uno nke adagbe-ga.
10 Nke neme nuku ife-ga nke amanacoputa;
Eye, ife di-ga ebube nke amanaguta onu.
11 Ne, Onagafem, ma afurom Ya:
Onaga azi, ma amatarom Ya.
12 Ne, Onanwude, onye pulu inara Ya?
Onye gasi Ya, Gini ka Ineme?
13 Cuku amewecigha iwe-Ya azu;
Ndi inye-aka nke Rehab erunatago n'okpulu Ya.
14 Nyabu kezi ka munwa gesi za Ya.
Roputa okwum-ga iluso Ya uka?
15 Onye mmanaza, oburaba na abum onye ezi omume;
Agamayo Onye gekpem ikpe ayiyo.
16 Obuluna mu kpoluli oku, Ozago-azimli;
Ma mmekwezi na Ogelu nti n'onum.
17 Onye ji oke ifufe wetilim,
Me ka onyám bawanye-ga na nkiti.
18 Omekwem ka mkue umem,
Ma Oji ife inu wemejue afom.
19 Obuluna *ayi ekwue* maka ike nke dike, ne, *Ono na ya!*
Obulu maka ikpe, onye gakalum oge?
20 Obuluna abum onye ezi omume, onum gamam ikpe:
Obuluna munwa zulu oke, ogegosi na uzom gbagolu agbago.
21 Obuluna munwa zulu oke, amarom nkpulu-obim;
Ajum ndum.
22 Fa nca bu ofu; nya ka mji si,

Digitized by Google

Yanwa nekpocapu ka onye zulu oke ka onye ọjọ.
23 Ọbuluna itali apiagbue na ntumade,
Ọgeme ọnwunwa nke ndi nemerọ ajọ ife akaje.
24 Enyego uwa n'aka ajọ madu:
Onekpucita iru ndi ikpe di ya;
Ọmezi, onye ka ọnabu?
25 Ubọsim-ga nagbakali onye nagba ọsọ n'ọsọ:
Fa wegbauaba, fa afurọ ezi ife.
26 Fa gafesili dika ugbọ nagba ajọ ọsọ:
Dika ugo nke makwasili anu.
27 Ọbuluna asim, na agamecezọ ntamum,
Agamagbasa irum, ámú gadim n'irum:
28 Anamatulu àkànyàm nine egwu,
Amalum na Imagunyem n'onye nemerọ ajọ ife.
29 Agama munwa ikpe;
Gini kpata-azi-li mji adọ àkànyà na nkiti?
30 Ọbuluna ewelum mili sno wua arum,
Welu ncà kwọca akam;
31 Mgbe afu Igabianyem nime onunu,
Ákwàm gatulum ize.
32 Makana Ọburọ madu, etu mbu, nke mganaza Ya,
Ka ayi wezukọ ọnu n'ikpe.
33 Ọdirọ onye idozi okwu n'etiti ayi,
Nke gebikwasi ayi nabọ aka.
34 Ka Ọwepulum ọkpọsi-Ya,
Ka ibobo-Ya ghalu iyizim egwu:
35 Akamekwu okwu, ghalu ituzili Ya egwu;
Makana munwa adirọ nọfu n'onwem.

Digitized by Google

10 1 Ike ndum agwugo nkpulu-obim ;
Agamenye ntamum uzọ ;
Agamekwu n'inu nke nkpulu-obim.
2 Agamasi Cuku, Amakwanam ikpe ;
Mem ka mmalu ife kpatalu Iji anusom ọgu.
3 Ọbu ife di I nma ka Inakpagbu nkpagbu,
Neneni azi idọ-àkànyà aka-I-ga,
Namukwasi ìfè alo ndi ọjọ ?
4 Inwekwọlu anya-ga nke aru,
Ka-ọbu na Inafu ka madu si afu ka ?
5 Ubọsi-I-ga dikwọ ka ubọsi madu,
Ka-ọbu na arọ-I di-ga ka ubọsi madu,
6 Iji acọ ajọ omumem,
Naju ase njọm ?
7 Ọbu ezie na Imago na aburọm ajọ madu ;
Ọdirọzi onye ganaputa n'aka-I ?
8 Aka-I awaputagom kpua-azim
N'ofu okilikili ; ma Inenom.
9 Ayọm I, ceta, na Ikpugom ka ulọ ;
Igeme ka mcigha azi n'etum ọzọ ka ?
10 Irufurọmli ka ala efi,
Imerọmli ka mlaru alaru ka ciz ?
11 Iwelugo akpukpọ-aru na ulu-aru yikwasim,
Welu ọkpukpu-ga na akwala-ga wejikọm ọnu.
12 Imego ka mnwe ndu na afọ-ọma,
Nneta-I edebego azi mọ nkem.
13 Ma ife ndia ka Izobelu nime obi-I ;
Amalum na nka dinyelu I :
14 Ọbuluna emem njọ, Inaribam ama,
Imagupum n'ajọ ọmumem.
15 Ọbuluna abum ajọ madu, afufu nadilim ;
Ọbuluna abum onye ezi omume, mmewenita isim ;

Digitized by Google

Ebe nnenim na inekwasi nbudam anya julum afọ.
16 Ọbuluna *isim* ebunite onweya, Inacu-ntam dika agaba:
Iwegosikwasi Onwei ebube n'ebe mnọ.
17 Inenwoghali ama-I-ga imedidem,
Ineme azi ka iwe-I nabawanye n'arum,
Nrughali-ga na usu ndi agha nọnyelum.
18 Maka ginizi ka Iji si n'afọ wekpọputam?
Akamekubegoli, anya afurọzim.
19 Akamadi dika agasi na adirọm.
Akesili n'afọ nnem bupum weje n'ini.
20 Ubọsim adirọ-ga onenone ka? nyabu kwusi,
Rapum ka ámú wedim n'iru nwantinti,
21 Tupu mu eje ghalu icigha ọzọ,
N'ani ọcici na onyinyo ọnwu;
22 Ani oke ọcici dika ọcici *n'onweya;*
Ani onyinyo ọnwu, nénwe usolo ọbuna,
Ebe ife di ka oke ocici.

11 1 Zofa onye-Neamatait weza, si,
2 Amaza imelime okwu aziza ka?
Agagunye nwoke juputalu n'ekwukwu n'ezi omume ka?
3 Ekwukwu-i geme ka madu debe ọnu-fa du ka?
Ineme akaje, madu ọbuna amemenye i ifele n'iru ka?
4 Makana inekwu, Nkuzim di ọca,
Mdi azi ọca n'anya-i.
5 Ma buluzidu na Cuku gekwu,
Sa egbugbele-ọnu-Ya medide i;
6 Gosi azi i ife nzuzo-ga nke amamife,
Na ọdi nmaji n'izube ife!
Nyabu malu na Cuku ebupugolu i ajọ omume-i ọnwọ.

Digitized by Google

7 Igesi n'ogwugwu coputa Cuku ka ?
Igacoputasi Onye pulu ime ife nine nca nca ?
8 Ono n'imelimè enu-igwe ; gini ka igeme ?
Odikalili Seol n'omimi ; gini ka igama ?
9 Ura-ya sokalili uwa n'ogonogo,
Bosakalia orimili nnu.
10 Obuluna Ogafe, mecita,
Kpo azi nzuko, onyezi ganara Ya ?
11 Makana Yanwa amago madu ndi neloro elo :
Ofu azi ife neloro elo, obu ezie na Onaro ya nti.
12 Ma madu nkiti adenwe uce,
Eye, amulu madu *dika* nwa anyinya ofia.
13 Obuluna nginwa eme ka obi-i kwusie ike,
Sagbapulu Ya aka-i-ga,
14 Obuluna ife neloro elo di n'aka-i, wete ya ezi aka,
Ekwena ka ajo omume bili n'ikwu-i-ga ;
15 Mgbe afu igewenitalili iru-i nénwe ntupo ;
Eye, ageme i ka inosie ike, ma imatu egwu :
16 Makana nginwa gelozo afusu-i ;
Igeceta ya dika mili-ga nke gafegalu agafe :
17 Ndu-i gaka oke efifie nabo ;
Obuluna ocici adi, ogadi ka ututu.
18 Iganecekwube azi, makana atumanya di ;
Eye, igegwue, gedina azi zulu ike n'ebe di ncekwube.
19 Igano azi ani, onwero onye obuna geyi i egwu ;
Eye, imelime genwe ile-uso n'iru i.
20 Ma anya ndi ojo gada ùgbò,
Ebe-ngbabanye ananarigo fa n'iyi,
Atumanya-fa gabu ikube-ume.

Digitized by Google

12 1 Job weza, si,
2 Ezi okwu, ununwa bu ndi bu ife,
Unu na amamife ganwuko onu.
3 Ma enwelum obi *amamife* dika unu;
Munwa epekaliro unu:
Eye, onye namaro etu ife ndia?
4 Adim ka onye agbata-obi-ya namu ámú,
Onye kpokulu Cuku, Oweza ya:
Onye ezi omume, onye zulu oke bu ife amú.
5 N'uce onye no nwa-bu nneni di maka olida;
Akwadebelu ife afu maka ndi ukwu-fa nagbucapu agbucapu.
6 Ikwu ndi mpum di-ga na ncekwube;
Ndi nakpasu azi Cuku iwe no na ncekwube;
Ndi wetalu cuku-*fa* n'aka-fa.
7 Ma jua anumanu-ga kita, fa gakuzili i;
Na umu-nnunu nke igwe, fa gegosi i:
8 Ma-obu gwa ani, na ogakuzili i;
Azù nke orimili nnu gakolu i.
9 Onye namaro n'ife nine ndia,
Na aka Jehofa emego nka?
10 Onye nkpulu-obi ife nine di ndu di n'aka-Ya,
Na mo madu nine,
11 Nti adanwane okwu-ga,
Dika ile si edetu ife-olili-ya ka?
12 Amamife dili ndi-ikenye,
Nghota di azi na ndu solu ogonogo.
13 Amamife na ike di n'aka-Ya;
Onwelu alo na nghota.
14 Ne, Onetitu, amaluzi ya ozo;
Onekpucibido madu, amekpughepuzi ya.
15 Ne, Onanarapu mili-ga, fa atacasia;
Ozokwasi, Oneziputa fa, fa aghakpusia uwa.
16 N'aka-Ya ka ike na izube-ife di;

Google

Onye alaputalu alaputa na onye nlaputa buga nke Ya.
17 Onedupu ndi alo akwalili akwali,
Me ndi ikpe ndi nsọkwu.
18 Ọnatọpu agbu ndi èzè fielu,
Welu akpukpọ fiedosia fa n'úkwù-fa.
19 Onedupu ndi ncu-aja akwalili akwali,
Kwatue azi ndi natọ atọ.
20 Ọneweruka okwu-ọnu nke ndi kwesili ncekwube,
Wepu azi nghọta nke ndi-ikènye.
21 Onerulu nneni rukwasi ndicie,
Nakpọpu akpukpọ-úkwù ndi di ike.
22 Osi n'ọcici nagbaba ife mili emi ọtọ,
Weputa azi onyinyo ọnwu n'ìfè.
23 Ọneme ka mbà-ga bue nuku, me azi ka fa na n'iyi:
Ọnagbasa mba-ga, nedubatà azi fa.
24 Ọneweruka obi ndi-isi nke ndi uwa,
Me azi ka fa nawaghali n'ebe kwu nkiti uzọ ọbuna nadirọ.
25 Fa nasọ ìsì n'ọcici nénwè ìfè,
Ọme fa ka fa nawaghali dika onye manya negbu.

13 1 Ne, anyam afugo ife nine,
Ntim anugo ghọta azi ya.
2 Ife unu malu, *ofu ife afu* ka munwa ma-azi-li:
Munwa epekaliro unu.
3 Ezie munwa gagwa Onye pulu ime ife nine okwu,
Ọnasọ-azim usọ isolu Cuku lulita uka.
4 Ma ununwa bu ndi napikwa asi,
Unu nine bu dibia nabarọ n'ife ọbuna.
5 Buluzidu na unu gedelusia du!

Digitized by Google

Ọgabulu unu amamife.
6 Nulunufu ilu-ukam,
Na-azi-nu nti n'ikpe-ga nke egbugbele-ọnum.
7 Unu gekwulu Cuku ajọ ife,
Kwuelu Ya okwu aghughọ ka?
8 Unu gasọkwọlu Ya anya?
Unu gabukwọ ọnu Cuku?
9 Ọdi nma ka Ogwuputa ani unu ka?
Ka-ọbu na unu galafu Ya, dika onye nalafu madu?
10 Ọgatanyelili unu n'anya,
Ma ọbuluna unu anasọlu madu anya na nzuzo.
11 Ọkwa-Ya di enu ameyi unu egwu,
Ujọ-Ya aghọlu unu n'aru ka?
12 Okwu-nceta-unu bu-ga inu nke ntu-ọku,
Nzedo-unu *bu-ga* nzedo nke ulọ.
13 Delunu du n'ebe mnọ, ka munwa wekwue,
Ka ife abiana dakwasim,
14 Maka gini ka mgeji bulu ulu-arum n'ezémga,
Tinye ndum n'akam?
15 Ọbulugodu na Ogbuem, agamatu anya Ya:
Ma agamaluso Ya uka uzọm-ga.
16 Yanwa azi gabu nzọputam;
Makana onye lulu alu amabia n'iru Ya.
17 Nulunu okwum ọfuma,
Ka nkwuputam di na nti-unu.
18 Ne kita, edosigom ikpem n'usolo n'usolo;
Amalum na munwa bu onye ezi omume.
19 Onye ka yanwa bú onye galusom uka bu?
Makana kita ka mgedelu du kube azi.
20 Ma emekwanam ife nabọ,
Mgbe afu mmezobelu iru-I onwem:

Google

21 Wete aka-I ezi aka n'ebe mnọ;
Ekwena ka ibobo-I yibem egwu.
22 Kpọ-azim oku, na munwa gaza;
Ma-ọbu ka mkwue, ka Izam.
23 Ajọ omumem na njọm di one?
Mem ka mmalu njefiem na njọm.
24 Maka gini ka Iji nezobe iru-I,
Gunye-azim n'onye-ilo-I?
25 Igacusa nkpa-akwukwọ ekupulu ekupu ka?
Igacu okpolo ọka kpọlu nku ọsọ ka?
26 Makana Inede ife nenu-ga inu medidem,
Mem ka mketa ajọ omume-ga nke mmelu n'okolọbia:
27 Inetinye ukwum nabọ azi n'ọgba, ribasia uzọm nine ama;
Inakarubelu Onwei oke ọbu-ukwum.
28 Madu nke di azi ka ife lelu ule naka nka,
Dika akwa nke nla lacapulu.

14 1 Madu nke nwayi mulu
Nwelu sọ nwa-nkenke ọge, afọ nsogbu ju ya.
2 Onaputa dika ototo osisi, egbutue ya:
Onagba azi ka onyinyo, ọdakwu akwu.
3 Isaghelu anya-I azi n'aru onye di nọfu,
Mem ka msolu I bia n'ikpe?
4 Onye geweputa ife di ọca n'ife lulu inyi? ọnwerọ ofu efu.
5 Ebe akagolu ubọsi-ya aka, ọnu-ọgu ọnwa-ya di n'ebe Inọ,
Imego okè-ya na ọmagafe;
6 Nepu anya-I n'aru ya, ka ọwekwusi,
Genye na mgbe ubọsi-ya gasọ ya usọ, dika onye ọlu ugwọ.

Digitized by Google

7 Makana anatu anya na osisi gepu ọzọ, ma
egbutue ya,
Na ngadaba nlo ya amakwusizi.
8 Ọbulụgodu na nkpọlọgwugwu-ya emego ocie
n'ani,
Okpolo osisi di ya anwurugo azi n'aja;
9 Sitena imata ísì mili ogepu,
Wa ngadaba-ga dika ife akuku.
10 Ma madu nanwu, natọgbọlu:
Eye, madu nekube, ebezi ka ọnọ?
11 Mili nesi n'orimili nnu ebenata,
Orimili nata azi wetacasia nca;
12 Ọbu nọfu ka madu si edina ani ebini ebini:
Fa ameteta, genye mgbe ígwé manadinwozi
ọzọ
Nke anakpọte fa n'ula-fa.
13 Buluzidu na Igezobem na Ṣeol,
Zobe-azim nzuzo, genye iwe-I ewegafe,
Na Igakalum ọge, wecetam!
14 Obuluna madu anwuru, ọgadi ndu *ọzọ* ka?
Ubọsi nine nke ibu-agham ka mganatu anya,
Genye nrughalim ewebia.
15 Igakpọ, munwa gaza I:
Ọgadọ I akpili n'ọlu aka-I-ga.
16 Ma kita Inagu ama-ukwum ọnu:
Idariba njọm ama ka?
17 Ekecitago njefiem nime akpa,
Ikpocitago ajọ omumem.
18 Ezie ugwu nke nada ada na n'iyi,
Eroghalu nkpuma n'ọnọdu-ya;
19 Mili melu ka nkpuma nata-ga;
Nruru-ya nerucapusi aja ani:
Ineme ka atumanya madu na n'iyi.
20 Inaka ya n'ike ọkpu, ọnagafe;

Digitized by Google

Inerughali iru-ya, zipu azi ya.
21 Anasọpulu umu-ya ndikom, ma ọmarọ ya;
Anebudata azi fa, ma ọmataro maka fa.
22 Ma aru nke kpudolu ya negbu ya ngbu,
Nkpulu-obi-ya nke di nime ya neru azi uru.

15 1 Elaifaz onye-Timanait weza, si,
2 Onye amamife geji ọmuma ifufe weza aziza,
Welu ikuku iru-anya-anwu wemejue afọ-ya ka?
3 Ogeji okwu nabarọ n'ife welu uka,
Ma-ọbu okwu nke ọmaneji nye aka ka?
4 Eye, Nginwa neme ka egwù bulu ife nkiti,
Nebenata icigha-uce n'iru Cuku.
5 Makana ajọ omume-i nakuzili ọnu-i,
Inaralu ile ndi aghughọ.
6 Ọnu-i nama i ikpe, ọburọ munwa;
Eye, egbugbele-ọnu-i naza medide i.
7 Ibu madu izizi amulu ka?
Ka-ọbu na amuputago i-li tupu ugwu-ga ka?
8 Inanu alo nzuzo nke Cuku ka?
Inazọdolu onwei amamife ka?
9 Gini ka imalu, nke ayi namarọ?
Gini ka ighọtalu, nke nadirọ nime ayi?
10 Ndi isi-awọ na ndi ezigbo ikenye nọnyelu ayi,
Bukalili nna-i okenye rinne.
11 Ntasi-obi Cuku epekali i,
Ya na okwu nke ji nwayọ *emeso* i ka?
12 Gini kpatalu obi-i ji ebupu i?
Maka gini ka iji atabe anya-i?
13 Iji erughali mọ-i imedide Cuku,
Nesi azi n'ọnu-i neweputa okwu di-ga *nọfu*.
14 Gini ka madu bu, ogeji di ọca?

Digitized by Google

Na onye nwayi mulu, ogeji bulu onye ezi
omume?
15 Ne, Ocekwubero ndi-Ya di nso;
Eye, enu-igwe-ga adiro oca n'anya-Ya.
16 Kezi ka onye alu gbalulu agbalu gesi di oca
Nwoke nke nala ajo omume dika mili!
17 Agamakuzili i, nulu onum;
Ife mnenegolu ka mgako:
18 (Nke ndi amamife
Sitelu n'aka nna-fa wegosi, fa ezobero ya;
19 Ndi enyelu soso fa ani,
Obia obuna agafero n'etiti fa:)
20 Onye ojo nagbali ubosi-ya nine,
Bu onu-ogu aro ezobelu onye di egwu.
21 Onu ife egwù-ga di nime nti-ya-ga;
Na ndokwa ka onye npum gamakwasi ya:
22 Okwero na ogesi n'ocici cighata,
Nmà-agha nece azi yanwa:
23 Onye afu nawaghali *naco* nni, *nasi*, Kedu ya?
Omago na ubosi ocici akwadebego na nso
ya:
24 Nkpa na nkpagbu neyi ya egwu;
Fa naka ya n'ike, dika eze nke kwadebelu
agha:
25 Makana osetipugo aka-ya imedide Cuku,
Me onweya ka ya sie ike imedide Onye pulu
ime ife nine;
26 Okwekebelu onu wewaku Ya,
N'enu ife nzedo sili ike nke nuku ota-Ya-ga:
27 Makana oji abuba-ya wekpudo iru-ya,
Ma azi abuba di alo n'ume-ya;
28 Obigo n'obodo zolu ezolu,
N'uno-ga nke madu nebiro,
Nke kwadebe-ga-lu ibu nkponkpo.

Google

29 Omebu ọgalanya, nke àkù-ya nakwusi ike,
Nke ife fa nwelu nagbasa n'uwa.
30 Omesi n'ọcici pua;
Ilele-ọku geme ka ngadaba-ya-ga kpọcasia nku,
Sitena iku-ume nke ọnu-Ya ka ogeji pu.
31 Ka ọghalu ikwelu n'ife neloro elo, nalaputa onweya:
Makana ife neloro elo gabu ugwọ-ya.
32 Ọgemezu tupu ọge-ya elue,
Ngadaba-ya amadizi *ka afifia* ndu.
33 Ogenwosisi icucu-ya dika osisi fain,
Natura-ga ototo-ya dika osisi ọlif.
34 Makana ìgwè ndi lulu alu gabu aga,
Ọku gelicapu ikwu-ga nke ndi neli ngo.
35 Fa tulu ime ife ilu aru, muputa ife neloro elo,
Afọ-fa nakwadebe aghughọ.

16 1 Job weza, si,
2 Anugom imelime ife etu a:
Unu nine bu ndi ntasi-obi nalu aru.
3 Okwu ifufe genwe-ga njedebe ka?
Ma-ọbu gini nakpasu i iji aza ka?
4 Munwa azi gekwu ka unu si ekwu;
Ọbuluna nkpulu-obi-unu nọcilili anya nkpulu-obim,
Agameweko okwu ọnu medide unu.
Ferubelu unu isim.
5 *Ma* agameji ọnum me ka unu sie ike,
Ngugu egbugbele-ọnum gebenata *ife-ngbu-unu.*
6 Ọbuluna ekwuem, ebenataro ife-ngbum:
Ọbulu azi na aghalum, gini pulum n'aru?
7 Ma kita Ọmego ka ume kupum:

Google

Imego ka ìgwè ndi nkem nine bulu nkpọ-nkpọ.
8 Ijisigom nọ ike, *nke* bu ife ama *imedidem:*
Ita-arum nebini imedidem, ọnazanye-azim n'irum.
9 Iwe-Ya ka Oji sekalim, manye-azim;
Ọtakwasigom ikekele eze-Ya:
Onye-ilom muca anya-Ya n'ebe mnọ.
10 Fa asaghego ọnu-fa n'arum;
Fa ewelugo nkpali mam ula:
Fa enukọbago imedidem.
11 Cuku nerinyem n'aka ndi ajọ omume,
Nunyem n'aka ndi ọjọ.
12 Anọmli n'aru-ofufo, Otilisiam;
Eye, Ojidem n'onu, pialisiem:
Obunigom ka mbulu ife-ici-ìbè-Ya.
13 Ufele-Ya nefeghalirubem,
Ọnagbawa akulum-ga, Ọdarapum;
Onerufu ònùnùm n'ani.
14 Onetiwam ntiwa kwulu ntiwa;
Ọnawakum dika dike.
15 Akwanyegom akwa-uju n'akpukpọ-arum,
Nakpọle mpim n'etum.
16 Irum naca nme-nme sitena ikwa-akwá,
Onyinyo ọnwu di azi na mbubele-anyam;
17 Ọbuli ezie na ife-ike ọbuna adirọ n'akam,
Ekpelum di azi ọca.
18 Ngi ani, ekpudokwana ọbalam,
Ka nkpum ghalu inwe ọnọdu.
19 Kita azi, ne, amam nọ n'enu-igwe,
Onye-osialim nọ n'ebe di-ga enu.
20 Ndi-ọyim nemem akaje:
Ma anyam nakwaputalu Cuku anya-mili;
21 Ka ofu onye wesolu Cuku nalu madu uka,

Etu nwa nke madu *si alu uka* maka madu ibe-ya!
22 Makana mgbe arọ onenone gafelu,
Agameje n'uzọ ebe mmanecighata ọzọ.
17 1 Mọm nekube ume, ubọsim agwugo,
Ini dilim.
2 Ndi akaje nọnyelum ezie,
Anyam dilili na nkpasu-iwe-fa.
3 Tọ *ife mbe* kita, nọdulum na mbe n'Onwei;
Onye bu onye afu gekwem n'aka?
4 Makana Izobego obi-fa ka fa ghalu inwe ezi nghọta:
Nyabuna Imebuni *fa.*
5 Onye jegbulu ndi-ọyi-ya ka ọweketa òkè,
Ọburaba anya umu-ya gada ùgbò.
6 Ọdebegom azi ka mbulu àkùkù nke ndi *nine;*
Abulugom azi onye fa nagbawusa asọ n'iru.
7 Anyam azi nafu inyege inyege sitena ife nwuta,
Akuku-arum nine di-ga ka onyinyo.
8 Ndi kwu ọtọ ka nka gatu n'anya,
Onye nemerọ ajọ ife gakpọte onweya imedide onye lulu alu.
9 Ma onye ezi omume gejisilili uzọ-ya ike,
Onye aka-ya di ọca ganesiwanyelili ike.
10 Ma cighatanu, unu nine, bianu kita:
Mmafuzi onye amamife n'etiti unu.
11 Ubọsim-ga agafesia, ezusago izuzum-ga,
Bú ife-ga nke obim.
12 Fa debe ucici ka ọbulu efifie:
Fa si na ìfè adigo ọcici nso
13 Ọbuluna anamatu anya Ṣeol ka ọbulu unọm·
Ọbuluna agbasam àkwà-edinam n'ọcici;

14 *Obuluna* akpogom ule oku, si, Nginwa bu nnam ;
Si aruru, *Ngi bu* nnem, na nwa-nnem nwayi ;
15 Ebezi ka atumanyam di ?
Atumanyam, onye gekili ya ?
16 Ogagbada na nga-ga nke Seol, .
Mgbe izulu-ike digolu n'etum.

18 1 Bildad onye-Suhait weza, si,
2 Oge one ka unu geji gbadebelu okwu onya ?
Ghotanu, emesia ayi gekwu.
3 Gini kpatalu eji agu ayi ka anumanu,
Ayi bulu ndi lulu alu n'anya-unu ?
4 Ngi onye nadokasi nkpulu-obi-i n'iwe-i,
Agarapu so uwa maka ifi i ?
Ka-obu na agerogha nkpuma n'onodu-ya ka ?
5 Eye, agemenyu oku nke ndi ojo,
Ilele-oku nke oku-ya amenwuwa.
6 Ife gabu ocici n'ikwu-ya,
Agemenyu azi oku-ukpe-ya di n'enu-ya.
7 Ageme ka ama-ukwu nke ume-ya kpa nkpa,
Alo aka ya gatura ya.
8 Makana eji ukwu nke ya me ka oma n'onya,
Oneje n'enu ife ntufi.
9 Igbudu gadakwasi *ya* n'ikili-ukwu,
Ogama n'onya.
10 Ezobegolu ya udo n'ani,
Na ife inwude ya n'uzo.
11 Akpajiji geyi ya egwu n'akuku nine,
Gagbaso ya n'ukwu-ya.
12 Agu gagugbu ume-ya,
Agakwadebe nuku afufu n'akuku-ya.
13 Ogelicapu akuku-aru-ya-ga,

Digitized by Google

Nwa izizi nke ọnwu gelicapu akuku-aru-ya-ga.
14 Ageroputa ya n'ikwu-ya nke ocekwubelu;
Agakpọgalu ya ezè akpajiji.
15 Ife naburọ nke ya gebi n'ikwu-ya:
Agefewusa brimston n'ebe-obibi-ya.
16 Nkpọlọgwugwu-ya gakpọ-ga nku n'okpulu ya,
Agegbukapu ngadaba-ya n'enu.
17 Nceta-ya gana n'iyi pua n'uwa,
Ọmenwezi afa ọbuna n'ilo.
18 Agenupu ya n'ifè nye n'ọcici,
Cupu azi ya n'ani nine.
19 Ọmenwe nwa-nwoke ọbuna nke ọnenwe nwa nwa-nwoke n'etiti ndi-ya,
Nke onye ọbuna nafọdu na be-ya.
20 Ubọsi-ya gatu ndi neso n'azu n'anya,
Dika isi si bue ndi gabulu n'iru.
21 Ezie ndia bu ebe obibi ndi ajọ ọmume,
Nka bu ọnọdu onye namarọ Cuku.

19 1 Job weza, si,
2 Ọge one ka unu gesogbu nkpulu-obim,
Welu okwu tiwaliem?
3 Ugbolo ili nunwa ka unu menyelum ifele n'iru:
Unu emerọ ifele na unu ji aka ike emesom.
4 Ọbulugodu na ejefiegom,
Njefiem nọnyelum.
5 Ọbulugodu na unu geme onweunu nuku imedidem,
Solum nalulita uka nkpalim:
6 Malu kita na Cuku akwatugom,
Welu ọnyà-Ya sirubem.
7 Ne, akpọlum nkpu, si, Ife-ike! ma azarọm:
Anamakpọku Ya, ma ikpe adirọ.

Digitized by Google

8 Ọgbabidogo uzọm nke mnapurọ igafega,
Ọtọgo ọcici n'ọkpu-uzọm-ga.
9 Oyinalugom otutom,
Kpupu okpu-eze n'isim.
10 Otikpọsigom n'akuku nine, mwepua:
Oropugo azi atumanyam dika osisi.
11 Ọmego azi ka iwe-Ya nwulu ọku medidem,
Ọgunye-azi-lim ka *ofu nime* ndi namanye Ya.
12 Usu-Ya-ga biakọlu ọnu, dozie ọkpu-uzọ-fa imedidem,
Nyerube ikwu nkem ikwu-fa okilikili.
13 Ọwetegolum umu-nnam aka,
Ndi mmalu aka agbasigo nca n'ebe mnọ.
14 Ndi-agbata-obim ewepugo aka,
Ndi-ọyi obim ecezọgom.
15 Ndi di bem, na odibo umu-nwayim, nagunyem n' ọbia:
Mbulu onye ani-madu n'anya-fa.
16 Akpọlum orùm, ma ọzarọm,
Ọbu ezie na ejim ọnum weyọ ya.
17 Umem bulu nwunyem ife izize,
Myọ azi umu afọ*nnem* ayiyọ.
18 Ọbunadu umu ọfu nenilim;
Ọbuluna ebiniem, fa nekwu nemedidem.
19 Ndi nine mu na fa tulu alo nzuzo natulum ize:
Ndi mfulu n'anya rughalili imedidem.
20 Ọkpukpum nyakudolu n'akpukpọ-arum na ulu-arum,
Ejim akpukpọ ezém wegbapu.
21 Ununwa ndi-ọyim, melunum ebele, melunum ebele;
Makana aka Cuku emetugom.
22 Maka gini ka unu ji acum dika Cuku,

Digitized by Google

Ma àfọ ejurọ unu n'ulu-arum ?
23 Buluzidu na edelufu okwum-ga !
Buluzidu na edelu fa n'akwukwọ !
24 Na ewelu pen ígwè na ọze
Weka fa n'enu nkpuma ọkpu.
25 Ma munwa malu na onye-ngbaputam di ndu,
Na ogebini ọtọ n'enu etum n'ikpe-azu.
26 Esisie nọnwọ mebie akpukpọ-arum,
Ma sitena ulu-arum ka mgenene Cuku :
27 Onye munwa genene n'onwem,
Anyam gafu, ọburọ *dika* ọbia azi.
28 Obuluna unu asi, Kedu ka ayi gesi cu ya !
N'ebe afulu nkpọlọgwugwu okwu n'arum ;
29 Tubalunu nmà egwu :
Makana ọnuma *neweta* afufu nke nmà,
Ka unu wemalu na ikpè di.

20 1 Zofa onye-Neamatait weza, si,
2 Ife ililom-ga ji azam di nwọ,
Obunadu maka ifi ime-ngwam nke di nimem.
3 Anugom idọ-nti nke melum ifele,
Mọ nke nghọtam nazam.
4 Imarọ nka sitena ọge gbo,
Eri eji do madu n'uwa,
5 Na ngoli nke ndi ọjọ di nkenke,
Na anụli nke ndi lulu alu *bukwaba* sọ nwa-nkenke ọge ?
6 Obulugodu na nbuni-ya rọgolu enu-igwe,
Isi-ya ewelue n'ulukpu ;
7 Ogana n'iyi ọkpu dika nsi-ya :
Ndi fugolu ya gasi, Ebe ka ọnọ ?
8 Ogefepu ka nlọ, amafuzi ya :
Eye, agacupu ya ka ọfù nke ucici.
9 Anya nke fuwalu ya-li amafuzi ya ọzọ ;
Nke ọnọdu-ya nekili ya ọzọ.

Digitized by Google

10 Umu-ya gacọ iru-ọma ndi nenwerọ ike,
Aka-ya-ga genyecigha àkù-ya azu.
11 Ọkpukpu-ya juputalu n'ọkpukpu-okolọbia-ya,
Ma ogedinanyelu ya nime etum.
12 Ọbu ezie na ajọ ife nasọ usọ n'ọnu-ya,
Ọbu ezie na onezobe ya n'okpulu ile-ya;
13 *Ọbu ezie* na ọnekwenyelu ya, ọdara ya ara,
Kama ya ọnazọdolili ya nime ọnu-ya;
14 Ma erughaligo nni-ya nime afọ-ya,
Ọbu ònùnù aju-ani nime ya.
15 Onomigo àkù, ọgagbọputa fa ọzọ:
Cuku genupu fa n' afọ-ya.
16 Ọgamili edide nke aju-ani:
Ile agwọ gegbu ya.
17 Ọmafu orimili-ga,
Bú mili-iyi nke manu-anwu na ala efi neru eru.
18 Nke afu ọdọlu àkànyà maka ya ka ọgewecigha, omenomi ya;
Ka àkù ọtutalu na ngbele ra, omegoli.
19 Makana ọzọgbugo ndi nenwerọ ike rapu sọ fa;
Ọpulugo unọ, nke ọnaluru.
20 Makana ọmarọ aru-ofufo n'afọ-ya,
Ọmazọputa ife ọbuna nke nasọ ya.
21 Ọnwerọ ife fọdulunu nke onelicapurọ;
Nyabu na ọdi-nmá-ya amakwusi ike.
22 N'ojuju izu-oke-ya nkpa gakpa ya:
Aka onye ọbuna nke nọ n'afufu gadakwasi ya.
23 Ka ọbulu maka iliju afọ-ya,
Na *Cuku* gatukwasi ya ọnuma nke iwe-Ya,
Ogezokwasi ya ya n'ife-olili-ya.
24 Ọgagbanabalu ife agha nke ígwè,
Uta ọna gagbapue ya.

Digitized by Google

25 Ọnadọputa ya, osi n'aru-ya naputa;
Eye, ọnunu-ya nke negbupu egbupu si n'ònù-nù-ya naputa;
Ibobo nwulu ya.
26 Ezobelu ọcici nine ka ọbulu ife-ya akpadolu akpado:
Ọku anafunwurọ galacapu ya;
Ajọ ife gadili onye fọdulu n'ikwu-ya,
27 Enu-igwe-ga gekpughe ajọ omume-ya,
Ani gebini imedide ya.
28 Ọdi-nma nke unọ-ya gana.
Akù-ya gerucapu n'ubọsi iwe-ya.
29 Nka bu okè madu ọjọ sitelu n'aka Cuku.
Na ùkwù akalu ya sitena aka Cuku.

21 1 Job weza, si,
2 Nulunu okwum ọfuma;
Ka nka bulu ntasi-obi-unu;
3 Ranum, munwa azi gekwu okwu;
Mkwusie, igemem akaje.
4 Munwa, ọbu madu ka mnatamulu ntamu ka?
Gini kpata-azi-li ike maneji gwu mọm?
5 Donum iru, ka ọtu unu n'anya,
Welunu aka-unu tukwasi n'ọnu-unu.
6 Ọbuluna ecetam aru amabam nni,
Nkuja anwulum n'aru.
7 Maka gini ka ndi ọjọ ji adi ndu,
Me agadi, eye, sie ike n'àkù?
8 Eme ka nkpulu-fa sonyelu fa kwusie ike n'iru fa,
Eme ka nke fa mulu *kwusie ike* n'anya-fa
9 Unọ-fa nọ na ndokwa nátu egwu,
Nke ọkpọsi Cuku nadakwasi fa.
10 Oke-efi-fa nagba, odeyi eyi;
Nwunye-efi-fa gba, odekwo ime.

Digitized by Google

11 Fa nezipu umu-arọ-fa dika ìgwè atulu,
Umu-fa nete azi egwu.
12 Fa nekwelu ájà na ubọ-akwala,
Nañuli n'onu ọja.
13 Fa nanọli ubọsi-fa-ga n'ọdi-nma,
Na nwa-nkpilikpi ọge fa ezida na Ṣeol.
14 Ma fa sili Cuku, Purukalu ayi;
Makana ọmuma nke uzọ-I-ga asọrọ ayi.
15 Gini bu Onye pulu ime ife nine, nke ayi geji wefebe Ya?
Kedu elele ọgabalu ayi, ma ayi kpebelu Ya?
16 Ne, ọdi-nma-fa adirọ fa n'aka:
Alo nke ndi ọjọ nọtelu aka n'ebe mnọ.
17 Ugbolo one ka anemenyu ọku-ukpe ndi ọjọ?
Ka nuku afufu-fa nabiakute fa?
Ka *Cuku* nekesa ife olulo-ga n'iwe-Ya?
18 Ka fa nadi ka okpolo ọka n'iru ikuku,
Dika igbogbo nke oke ikuku nekupu?
19 *Unu si*, Cuku nezobelu umu-ya ife-ya neloro elo.
Ọgakwu onweya ugwọ-ya, ka ọwemalu ya.
20 Anya-ya gafu ife nwute ya,
Ọgala n'ọnuma nke Onye pulu ime ife nine.
21 Makana kedu ife usọ ọnwelu n'unọ-ya n'azu ya,
Mgbe eji kera ọnu-ọgu nke ọnwa-ya?
22 *Ọnwelu onye* gakuzili Cuku ife ọmuma ka?
Ebe Yanwa nekpe ndi di enu ikpe.
23 Ofu onye nanwu n'izu-oke-ya nọ.
N'ebe ọnọsi na nwa-bu na aru-ofufo nca:
24 Kalama-akpukpọ-ya juputalu n'ala *efi*,
Umi ọkpukpu-ya masili amasi.
25 Onye ọzọ nanwu n'inu nke nkpulu-obi,
Olinurọ ezi ife.

Digitized by Google

26 Fa edina ofu aka nime aja,
Aruru elukpue fa.
27 Ne, amagom ife unu nelo,
Na izuzu-ga nke unu zufielu medidem.
28 Makana unu nasi, Ebe ka unọ onye isi dizi?
Kedu ikwu nke ebe obibi ndi ọjọ?
29 Unu ajurọli ndi nagafe n'uzọ ka?
Unu amarọ ife-arima-fa-ga ka?
30 Na edebelu ajọ onye genyena ubọsi nke nuku afufu?
Na edupulu fa ubọsi ọnuma?
31 Onye gegosi uzọ-ya n'iru ya?
Onye genyecigha ya ife yanwa megolu?
32 Ma agebute yanwa n'ebe aneni ozu,
Ọgece azi nce n'enu ini.
33 Ọkpulukpu aja-ga nke mgbulugudu ganasọ ya usọ,
Madu nine gakpuso ya n'azu,
Dika ndi amanaguta ọnu bu ya uzọ.
34 Kezi ka unu si tasim na nkiti,
Ebe *sọ* aghughọ fọdulu n'aziza-unu?

22 1 Elaifaz onye-Timanait weza, si,
2 Madu gabalu Cuku n'ife ka?
N'ezi-okwu onye amamife balu onweya n'ife.
3 Ọsọlu Onye pulu ime ife nine, na ibu onye ezi omume ka?
Ọbu elele *n'ebe Cuku nọ*, na ineme ka uzọ-i-ga zue oke ka?
4 Ọbu egwù-i kpatalu Oji apia i itali ka,
Wesolu i ba n'ikpe?
5 Ajọ ife-i eburọ ibu ka?
Nke ajọ omume-i nénwe ube.
6 Makana inalugo nwa-nna-i ife ibe na nkiti,
Tọlu ndi gba ọtọ ákwà-fa.

Digitized by Google

7 Ikunyerọ onye ufu nekpu mili ka ọla,
Izọdogolu onye agu nni.
8 Ma nwoke ọgwe-aka-*ya sili ike*, ọnweli uwa;
Onye anasọlu anya, obi nime ya.
9 Izipugo ndi-ajadu nkiti;
Akpajisigo ọgwe-aka-ga nke ndi nenwerọ nna.
10 Nya kpatalu na ìgbùdù dirubelu i okilikili,
Egwu ntumade nama i aru nni,
11 Ma-ọbu ọcici, inejirọ afuzi uzọ,
Na njufega mili nekpudo i.
12 Cuku anọrọ n'enu-igwe ka?
Ne azi enu kpakpando, ka fa si dika enu.
13 Iwesi, Cuku malu gini?
Ogesi n'azu oke ọcici kpe ikpe ka?
14 Igwe oji bulu Ya ife ngbodo, nyabu na Ọdafu uzọ;
Ọnejeghali okilikili enu-igwe.
15 Igedebe uzọ gbo
Nke ndi nelorọ elo zọlu ukwu?
16 Ndi apucalu tupu ọge-fa elu,
Ndi erusili ntọ-ani-fa dika mili-iyi:
17 Ndi si Cuku, Purukalu ayi;
Na gini ka Onye pulu ime ife nine gemelu fa?
18 Ma Yanwa ewelu ezi ife kpojue unọ-fa-ga:
Ma alo ndi ọjọ ditelum aka.
19 Ndi ezi omume nafu ya, ṅuliba aṅuli;
Ndi nemerọ ajọ ife emebe fa akaje:
20 *Nasi*, N'ezi-okwu ekpopugo ndi binili imedide ayi,
Ndi fọdulu nime fa ka ọku lacapulu.
21 Malu Ya aka, nọdu azi na ndokwa:
N'ime nọfu ezi ife gabiakute i.
22 Ayọm i, Si n'ọnu-Ya nalu iwu,
Tinye okwu-Ya-ga n' obi-i.

Digitized by Google

23 Ọbuluna icighakute Onye pulu ime ife nine,
agaluzi i;
Igewete ajọ omume aka n'ikwu-i-ga.
24 Tọgbọ àkù-*i* n'etum
Na *ọna-edo* Ofa n'etiti umu nkpuma nke mili-
iyi-ga;
25 Onye pulu ime ife nine gabu azi àkù-i,
Ọna-ọca nke di oke ọnu *gabu* azi nke i.
26 Makana mgbe afu ife Onye pulu ime ife nine
gasọ i usọ,
Igewenitalu Cuku iru-i enu.
27 Igayọ Ya, Ọganu onu-i;
Igeme azi nkwa-i di-ga nsọ.
28 Igezuputa azi ife, eme ka ọkwusielu i ike;
Ifè ganamu azi n'uzọ-i-ga.
29 Mgbe fa kwatulu *i* n'ani, igasi Nkwanite *difu*;
Onye ume-ani ka Ọgazọputa:
30 Ọgeme ka *ọbunadu* onye nadirọ ọca *n'obi*
gbapu:
Eye, ageme ka ọgbapu sitena idi-ọca nke
aka-i-ga.

23 1 Job weza, si,
2 Ọburaba tata ka *agunyelu* ntamum *n'*inu-
pu-isi:
Akam nebìdò isu-udem;
3 Buluzidu na amalum ebe mgafu Ya,
Ka mwekpudebe ọnọdu-Ya!
4 Agamedo ikpem n'usolo n'iru Ya,
Welu ife ilu-uka kpojue ọnum.
5 Akamama okwu-ga Ọgazam,
Ghọta ife Ọgagwam.
6 Ọgalum uka na nuku ike-Ya ka?
Mba; ma Yanwa gagbanyem.
7 N'ebe afu ka onye kwu ọtọ geso Ya lu ukr

Ageme-azim ka mgbapu ọkpu n'aka Onye-ikpem.
8 Ne, agam n'iru, ma Ọnọrọ;
Mcigha azu, ma acọputarọm Ya:
9 N'aka-ekpe, ka Ọnalu ọlu, ma enerọm Ya anya:
Ozobelu Onweya n'aka-nni, mweghalu ifu Ya.
10 Ma Ọmago uzọ dilim;
Ọnwasiam, agamaputa dika ọna-edo.
11 Ukwum nazọnye n'ama-ukwu-Ya-ga ukwu n'ukwu;
Edebegom uzọ-Ya, ejefierọm.
12 Apurọm n'ife etili n'iwu nke egbugbele-ọnu-Ya;
Akpadolum okwu ọnu-Ya-ga kalia òkè nkem.
13 Ma Yanwa di n'ofu *ilolo*, onye gerughali Ya?
Ife nkpulu-obi-Ya nacọ, nke afu ka Ọneme.
14 Makana Ọnemezu *ife nke* akagolum
Imelime *ife di* etu afu *di* n'aka-Ya.
15 Nya ka aru ji amam nni n'iru Ya;
Mcighalia ucem, egwu-Ya atubam.
16 Makana Cuku emego ka obim jọba ujọ,
Onye pulu ime ife nine emego ka aru mabam nni:
17 Makana ekpocapurọm n'iru ọcici,
Nke onekpudo oke ọcici n'irum.

24 1 Gini kpatalu Ọnye pulu ime ife nine nejirọ zobe ọge-ga?
Gini kpata-azi-li ndi malu Ya nejirọ afu ubọsi-Ya-ga?
2 *Onwọ di* ndi neweruka okè-ani-ga;
Fa napulu ìgwè atulu, gazuba fa.
3 Fa nacupu anyinya-ibu nke ndi nenwerọ nna,

Fa ewelu efi ajadu n'ife ibe.
4 Fa acuruka ndi nkpa nakpa n'uzọ:
Ndi ebudalu ebuda nke uwa nezobekọ onwefa ọnu.
5 Ne, *dika* anyinya ọfia n' ọfia kwu nkiti
Fa naga n'ọlu-fa, nacọsi anu fa gadọli ike;
Ọzala *nemelu* fa nni maka umu-fa.
6 Fa ebe ife-olili-fa n'ọfia;
Fa nagho nke fọdulu n'ugbo fain nke onye ọjọ.
7 Fa agbalu ọtọ nwua ula néje ákwà,
Fa enwerọ ife ngbodo ọbuna n'oyi.
8 Nṣanṣa mili-ga nke ugwu-ga desili fa,
Fa makualu nkpuma makana fa enwerọ ebe ngbaba.
9 Ọnwọ napulu ndi nenwerọ nna n'ala,
Nanalu onye ebudalu ebuda ife ibe:
10 *Nyabuna* fa nagba ọtọ nejeghali eje ákwà,
Ka fa nebu agho ọka agu nagugbu fa;
11 Fa napi manu nime aja odido-ga nke ndi afu;
Fa nazọ ife-izọca-manya-*fa* ukwu, akpili nakpọ fa nku.
12 Madu si n'obodo madu nasu-ga ude,
Nkpulu-obi ndi emetalu ọnya nakpọ nkpu:
Ma Cuku agunyerọ ya n'ife nsọkwu.
13 Ndia bu ndi nupulu isi n'okpulu ìfè;
Fa amatarọ uzọ di-ga ya,
Nke fa nanọdo n'ọkpu-uzọ-ya-ga.
14 Onye ọcu ji ìfè *ututu* niri, ogbue onye ebudalu ebuda na ọgbenya;
N'ucici ọdi ka onye ori.
15 Anya onye nayi ọyi azi necè ci ojiji,
Nasi, Ọnwerọ anya ọbuna gafum:
Ọwelu ife gbocita iru-*ya*.

Digitized by Google

16 N'ọcici fa agwupusia unọ-ga :
Fa akpacibido onwefa n'efifie ;
Fa amarọ ìfè.
17 Makana ututu di fa nine ka onyinyo ọnwu :
Makana fa matalu akpajiji-ga nke onyinyo ọnwu.
18 Nke afu di nkọ n'iru mili-ga ;
Akalulu òkè-fa n'uwa :
Odedo uzọ ugbo fain-ga iru.
19 Ikpọ-nku na okpomọku mikọsili mili sno :
Nofu ka Ṣeol *si eme ndi* megolu njọ.
20 Afọ *nke mulu ya* gecezọ ya ; ili aru-ya gasọ aruru usọ ;
Amecetanwozi ya ọzọ :
Agakpaji ajọ omume dika osisi.
21 Ọnemejọ aga nke namurọ nwa ;
Ọdemelu ajadu ezi ife.
22 Ma Ọneme ka ndi-odogwu natọ atọ sitena ike-Ya :
Obinie, ọnwerọ onye ọbuna cekwubelu ndu-*ya*.
23 Otinye fa n'ebe di ncekwube, fa nadabebe n'enu ya ;
Ma anya-Ya di-ga n'uzọ-fa.
24 Fa di enu ; fa kpafu ana azi ;
Eye, ebudatalu fa n'ani, akpacibidolu fa dika ndi ọzọ nine,
Agegbukapu fa dika ọnunu oko ọka-ga.
25 Ọbuluna ọburọzi nọfu kita, onye gatanyem n'anya na abum onye asi,
Me okwum ka ọbulu ife nkiti.

25 1 Bildad onye-Ṣuhait weza, si,
2 Ọcici na egwù di n'aka-Ya,
Ọnemebe ndokwa n'ebe di-ga enu nke Ya.
3 Usu-Ya-ga nwelu iguta-ọnu ka ?

Digitized by Google

Onye ka ìfè-Ya nawakporọ ?
4 Kèzi ka madu gesi bulu onye ezi omume n'iru Cuku ?
Ma-ọbu kedu ka onye nwayi mulu gesi di ọca ?
5 Ne, ọbunadu ọnwa adeti,
Kpakpando azi adirọ ọca n'anya-Ya :
6 Kezi ka madu, nke bu aruru, *gesi di ọca !*
Na nwa nke madu, nke bu idide.

26 1 Job weza, si,
2 Kedu ka isi nyelu onye nenwerọ ike aka !
Kedu ka isi wezọputa ọgwe-aka nke ume nadirọ !
3 Kedu ka isi wetunyelu onye nenwerọ amamife alo,
Me ka amalu izube-ife !
4 Onye ka igosili okwu ?
Ume onye si nime i puta ?
5 Ndi nadirọ ndu nama aru nni
N'okpulu mili-ga na ife nine bi nime fa.
6 Ṣeol gba ọtọ n'iru Ya,
Èbe nbibi enwerọ ife nkpudo ọbuna.
7 Ọneseti Ugwu n'ebe tọgbọlu ikponcala,
Onekokwasi uwa n'enu nkiti.
8 Ọnemecibido mili n'igwe-oji-Ya-ga ;
Ulukpu agbọwarọ n'okpulu fa.
9 Onekpucita iru ukpo-Ya.
Nagbasa ulukpu-Ya n'enu ya.
10 Ọkpago okè okilikili n'enu mili-ga,
Genye na agbata ìfè na ọcici
11 Ide enu-igwe namarube-ga
Fa neti azi nkpu n'iba-nba-Ya.
12 Ọneme ka orimili delu du n'ike-Ya,

Google

Sitena nghọta-Ya Ọnemeta Rehab ọnya.
13 Sitena mọ-Ya enu-igwe bu-ga sọ nma;
Aka-Ya adugo agwọ nagba ọsọ.
14 Ne, ndia bu sọ njedebe uzọ-Ya-ga:
Nekene nwa okwu ntakwu ayi nanu maka Ya!
Ma onye gaghọta akpala nke ọlu ike-Ya-ga?

27 1 Job wetubakwọ inu-ya ọzọ, si,
2 Etu Cuku difu ndu, Onye werukalu ikpem;
Na Onye pulu ime ife nine, Onye megolu ka nkpulu-obim nue inu;
3 (Makana umem dizufu nimem,
Mọ nke Cuku di azi n'ime-imim-ga;)
4 Ezi-okwu egbugbele-ọnum amekwu ajọ omume,
Nke ilem nekwu okwu aghughọ.
5 Cuku ekwena ka mgunye unu na ndi ezi omume:
Ewemnwuru mmewerukanata izu-okem n'ebe mnọ.
6 Ezi omumem ka mjisili ike, mmarapu ya:
Obim amakpali*m* ka mditalu ndu be.
7 Ka onye-ilom di ka ajọ madu,
Ka onye binili imedidem di ka onye ajọ omume.
8 Makana atumanya onye lulu alu bu gini, mgbe Cuku bepulu ya,
Mgbe Ọwepulu nkpulu-obi-ya?
9 Cuku ganu nkpu-ya
Mgbe afufu ji dakwasi ya ka?
10 Ife Onye pulu ime ife nine gasọ ya usọ,
Ọgakpọku azi Cuku mgbe nine?
11 Agamakpazili unu maka aka Cuku;

Digitized by Google

Ife di n'aka Onye pulu ime ife nine ka mmanezobe.
12 Ne, ununwa nine afugo;
Gini kpata-azi-li unu ji mesia onweunu ife nkiti?
13 Nka bu òkè madu ọjọ n'ebe Cuku nọ,
Na ùkwù ndi di egwu, *nke* fa nanata n'aka Onye pulu ime ife nine.
14 Ọbuluna umu-ya abawanye, *ọbu* maka nmà;
Afọ nni ameju umu ọmulu.
15 Ndi gbọfọlu ya ka ageni n'ọnwu,
Ndi-ajadu-ya amebe akwa ọbuna.
16 Ọbulugodu na ọnakpakọba ọna-ọca ka uzuzu,
Kwadebe afe dika ulọ;
17 Ọgakwadebe ya, ma onye ezi omume geyi ya,
Ndi nemerọ njọ geke ọna-ọca afu.
18 Ọnalu unọ-ya dika nla,
Dika unọ-ebu nke onye nce nalu.
19 Odina ani bulu ọgalanya, ma amejikọba ya;
Ọnasa anya-ya, ma ọnọrọzi.
20 Akpajiji nekpudo ya dika mili-ga;
Oke ikuku nekupu ya n'ucici.
21 Ifufe iru-anya-anwu bulu ya, ọwejebe;
Ọwezacapu ya n'ọnọdu-ya.
22 Makana *Cuku* gatu ya ife, Ọmarapu:
Okesi n'aka-Ya gbanaba nọ.
23 Madu gakukpo ya aka-fa,
Cunie ya n'ọnọdu-ya.

28 1 Makana ebe ọna-ọca si aputa di,
Na ebe ọna-edo nke fa nanuca anuca.
2 Esi n'aja gwuputa ígwè,
Esi na nkpuma wegbazeputa ọna.
3 *Madu* netinyelu ọcici njedebe,
Yanwa negwuputa genyena okè tekalisili n'aka

Nkpuma nke oke ọcici na nke onyinyo ọnwu.
4 Osi n'ebe madu nọ gwuwa ọnu n'ọte-aka;
Ukwu *nagaṅu* necezọ fa;
Fa si n'ebe madu nọ kwufelu n'ọte-aka, fa nakwufeghali.
5 Ani, nime ya ka ife olili si aputa:
Anerughali okpulu ya dika ọbu ọku *melu ya.*
6 Nkpuma di-ga ya bu ọnọdu safaia-ga,
Ọnwe-azi-li umu ibelibe ọna-edo.
7 Ọkpu-uzọ afu ugo namarọ,
Nke anya egbe nafunu ya:
8 Anu ọfia di-ga ngala akazọrọ ya ukwu,
Nke agaba di egwu nesinu ya aga.
9 Ọnesetipu aka-ya metu ọmu;
Ọnaghakpube ugwu-ga iru sitena nkpọlọgwu-gwu-fa.
10 Ọnawa uzọ mili-ga nime nkpuma-ga;
Anya-ya nafu ife nine di oke ọnu.
11 Ọnekedo mili-iyi ka fa ghalu iruzi eru;
Ife ezobelu ezobe ka ọneweputa n'ife.
12 Ma n'ebe ka agafu amamife?
Kezi ọnọdu nghọta?
13 Madu amarọ ọnu-ya;
Nke anafu ya n'ani ndi di ndu.
14 Ebe di ogbu si, Nke afu adirọ nimem:
Orimili nnu si, Ọdirọ n'akam.
15 Ameji àkù weghalu ya,
Nke anesì ọna-ọca maka ọnu-afia-ya.
16 Ameji ọna-edo Ofa,
Ma-ọbu nkpuma beril di oke ọnu, ma-ọbu safaia, wesì ya.
17 Ọna-edo na ugegbe elurọ ọnu-ya:
Nke aneji ife ezigbo ọna-edo agha ya
18 Amakpọta erulu ma-ọbu kristal afa:

Eye, inwe amamife kalili rubi-ga.
19 Topaz nke Itiopia eluro onu-ya,
Nke aneji ezigbo ona-edo esì ya.
20 N'ebezi ka amamife si abia?
Kezi onodu nghota?
21 Ebe ezonarili ya anya ndi nine di ndu,
Mecibidolu ya umu-nnunu nke ígwé.
22 Ebe-nbibi na Onwu nasi,
Ayi anugo ya anu na nti-ayi.
23 Cuku naghota uzo-ya,
Yanwa nama onodu-ya.
24 Makana Yanwa nenelu anya n'ebe uwa jedebelu,
Nafu okpulu enu-igwe nine;
25 Ka Owemebelu ifufe ife òsìsì;
Eye, Onesì mili na nsi-ama.
26 Mgbe Otolu mili ozuzo ukpulu,
Na uzo maka àmùmà nke akpala:
27 Mgbe afu ka Ofulu ya, ko maka ya;
Ome ya ka osie ike, eye, Ogwuputa azi ya.
28 Owesi madu,
Ne, egwù nke Dinwenu-ayi, nke afu bu amamife;
Isi n'ajo ife puta bu nghota.

29 1 Job wetubakwo inu-ya, si,
2 Buluzidu na adim dika n'onwa gboli,
Dika n'ubosi-ga mgbe Cuku ji debem;
3 Mgbe ìfè-Ya ji amukwasim n'isi,
Sitena ìfè-Ya ka mnaga n'ocici;
4 Dika msi di ka mbu n'isi,
Mgbe alo nzuzo nke Cuku ji di n'enu ikwu nkem;
5 Mgbe Onye pulu ime ife nine ji wenonye-lilim,

Digitized by Google

Umum nọrubem-li;
6 Mgbe ejili ala *efi* larulu alaru acaca ama-ukwum-ga,
Nkpuma neruputalum-li orimili ude-ga!
7 Mgbe mpulu je n'ọnu-uzọ-ilo *esi aba* n'obodo,
Mgbe mji akwadebe ọnọdum n'ilo,
8 Umu-ikoloọbia fulum zobe onwefa,
Ndi-ikenye binili kwulu ọtọ;
9 Ndi-isi kwudebelu okwu,
Welu aka-fa kpucita n'ọnu-fa;
10 Anudebelu onu ndi amalu afa-fa,
Ile-fa takudo n'enu ọnu-fa.
11 Makana nti nulu *onum*, ọwegọziem,
Anya fulu, ọwegbalum ama:
12 Makana emelum ka onye ebudalu ebuda nke kpọlu nkpu gbapu,
Onye nenwerọ nna azi, onye nenwerọ onye inyelu ya aka.
13 Ngọzi onye nakọli n'iyi dakwasilim:
Mme ka obi ajadu nabu abu ngoli.
14 Eyikwasilim ezi omume, oweyilim:
Ikpem dili ka otogbo di azi ka okpu.
15 Abum-li anya n'ebe ndi ìsì nọ,
Ukwu ka munwa bulululi ndi ngwulọ.
16 Munwa buli nna nke ọgbenya:
Okwu mnamarọ ka mnacọputa.
17 Etikwopulum ezé agbulugada nke onye ajọ omume,
Naputa ya anu olili n'ezé-ya-ga
18 Mwekwue, si, Agamanwu n'akwum,
Agameme azi ka ubọsim bawanye dika uzuzu:
19 Nkpọlọgwugwum gbasasili na nso mili-ga,
Igiligi nanwu ula na ngadabam:
20 Otutom di ọfu nimem,

Digitized by Google

Utam dinwolu ọfu n'akam
21 Fa nulu onum, natu anya,
Delu du maka alo nkem.
22 Mkwusia okwu fa adekwuzi okwu ọzọ;
Okwum anatuwusa fa.
23 Fa natu anyam dika mili ozuzo;
Fa kpughepusia ọnu-fa *dika ọbu* maka mili ozuzo ikpe-azu.
24 Mmua fa amu, fa amekwe;
Ìfè irum ka fa naturaro n'ani.
25 Mroputa uzọ-fa, nọdu *dika* onye-isi,
Bili azi dika eze n'usu-*ya*,
Dika onye natasi ndi neru uru.

30 1 Ma kita ndi bunarilim na nwata namum amu,
Ndi mjulu itunyelu nna-fa na nkita nke ìgwè atulum.
2 Eye, ike nke aka-fa, kedu nke ọbalum?
Ndi ume-fa nagolu n'iyi.
3 Fa tasili aru na nkpa na oke ugani;
Fa welu ezé-fa nekpeca ani ọkpọ-nku, n'ucici nke nbibi na itọgbọlu-nkiti.
4 Fa nakpajipu sọlt-wọt n'etiti umu-osisi;
Nkpọlọgwugwu brum *bu-ga* ife-olili-fa.
5 Acupulu fa n'etiti *madu;*
Fa nakpọ nkpu neso fa dika *aneso* onye ori.
6 N'ebe di-ga egwu nke mgbulugudu ka fa gebilili,
N' ọnu di-ga n'ani na nkpuma-ga.
7 N'etiti umu-osisi ka fa nebe akwa;
N'okpulu netel-ga ka fa zukọlu.
8 *Fa bu* umu ndi nsọkwu, eye, *fa bu* umu nke ndi anamaro afa-fa;
Eji ife tipu fa n'ani.

Digitized by Google

9 Kita abulugom abù-fa,
Eye, abulugom fa ife ira àkùkù.
10 Fa nasọlum izize, fa kwutelum aka,
Fa adewepu aka n'igbawusam asọ n'iru.
11 Makana Ọtọpugo elili-Ya, webudam,
Fa atọpugo azi udọ eji jide fa n'irum.
12 N'aka-nnim ka ndi neloro elo binili;
Fa nuruka ukwum n'usọ,
Fa nakwani uzọ-fa-ga nke nuku afufu imedidem.
13 Fa mebisie ọkpu-uzọm,
Fa nyelu nmebim aka,
Bú ndi nenwerọ onye inye-aka ọbuna.
14 Fa nabia dika *fa si n'etiti* ngbawala aja:
N'etiti ntikpọ fa nakpọle*kwasim* onwefa.
15 Eweme ka akpajiji dom iru,
Fa nacu ọkakam dika ifufe;
Nzọputam agafegago dika ulukpu.
16 Kita erupulu nkpulu-obim nimem;
Ubọsi-ga nke nbuda ejidegom.
17 N'ucici ọkpukpum anesiwasi nimem,
Ife olulo nke narọm alu anọrọ ofu ebe.
18 Sitena nuku ike-*ya* ka afem ji nwosia iru:
Ọkedom okilikili dika onu afem.
19 Ọtunyegom nime apiti,
Anamnadi ka etum na ntu-ọku.
20 Anamakpọku I, ma Izarọm:
Mkwulu ọtọ, Inenem anya.
21 Irughaligo mebem ife-ike:
Iji ume aka-I wemanyem.
22 Inebunitem enye ikuku, Ineme ka obulum ebulu;
Ineme ka mde n' oke ifufe.
23 Makana amalum na Igewetam n'ọnwu,

Google

Welum bia n'unọ akalu ife nine di ndu.
24 N'ezi-okwu Ọmesetipu aka-Ya imedide nkpọ-nkpọ ife;
Ọburaba *na ọbu* n'ọdida-ya, *madu gakpọ* nkpu maka ife ndia.
25 Eberọlum-li onye ubọsi-ya di ntulu ákwá ka?
Odewuteli nkpulu-obim maka ọgbenya ka?
26 Mgbe mtulu anya ezi ife, ajọ ife abia;
Mgbe mnece ìfè, ọcici abia.
27 Ngili-afọm nagbọ agbọ, fa akwusirọ;
Ubọsi-ga nke nbuda ekwudogom.
28 Adim ọji naga, ma ọburọ anya-anwu:
Mbinie na nzukọ, nakpọ nkpu.
29 Mu na nkita ọfia bulu nwa-nne,
Mu na ọstric bulu ọyi.
30 Akpukpọ-arum di ọji, nayọnarim,
Ọkpukpum elego-ga ọku sitena okpomọku.
31 Nyabu na ubọ-akwalam *rughalili* iru uru,
Ọjam rughalia n'onu ndi nebe akwa.

31 1 Mu na anyam melu àgbà;
Kezi ka mgesi nekwasi nwa-agbọ anya?
2 Gini bu òkè nke Cuku sitena enu,
Na ùkwù nke Onye pulu ime ife nine sitena ebe di enu?
3 Ọburọ nuku afufu n'ebe onye ajọ omume nọ,
Na ife afunene n'ebe ndi neme ife neloro elo nọ ka?
4 Yanwa adafu uzọm-ga,
Nagu azi ama-ukwum nine ọnu ka?
5 Ọbuluna mu na ife neloro elo yi eje,
Ukwum eme ngwa azi n'aghughọ;
6 (Ka eslem na nsi-ama ezi omume,
Ka Cuku wemalugo ka msi wezu oke;)
7 Ọbuluna ama-ukwum esigo n'uzọ kpuruka,

Obim ejeso azi anyam nabọ,
Ma ntupọ ọbuna anyakulugom n'aka:
8 Ka mgha nkpulu, ka onye ọzọ lie;
Eye, ka erosisie ife masilim.
9 Ọbuluna alafue obim ijeku nwayi,
Ọbuluna ecem anwu n'ọnu-uzọ madu-ibem:
10 Ka nwunyem gwelu onye ọzọ nni,
Ka ndi ọzọ sekpukwasi ya ani.
11 Makana nke afu bu ajọ izuzu;
Eye, nke afu bu ajọ omume nke ndi ikpe gekpe:
12 Makana nke afu bu ọku nke nalacapu genye na Ebe-nbibi,
Ogerosisi azi ife nine masilim.
13 Ọbuluna enenilim ikpe odibom nwoke ma-ọbu odibom nwayi,
Mgbe mu na fa nese okwu:
14 Ginizi ka mgeme ma Cuku binie?
Mgbe Ọnetalu, gini ka mgaza Ya?
15 Ọburọli Onye kelum nime afọ kelu ya ka?
Ọburọ ofu Onye dozili ayi nabọ nime afọ ka?
16 Ọbuluna anapulum ndi nenweọ ike *ka fa ghalu inwe* ife nasọ fa,
Ma-ọbu me ka anya ajadu da ùgbò;
17 Ma-ọbu na sọsọm eligo mbe-aka nnim,
Onye nenweọ nna aghalu ili *ọnwọ* nime ya;
18 (Mba, siteli ka mbu nwata osonitelu n'akam dika n'aka nna-*ya*,
Abum-li onye ndu ajadu sitena afọ nnem;)
19 Ọbuluna afugom onye nana n'iyi maka énwé ákwà,
Ma-ọbu na ọgbenya enweọ ife ngbodo;
20 Ọbuluna úkwù-ya agọziọm,

Digitized by Google

Ma-ọbu na aru ekporọ ya ọku n'aji atulum;
21 Ọbuluna ewenitelum akam medide onye
nenwerọ nna,
Makana afulum inye-akam n'ọnu-uzọ:
22 Ka uku-ubum si n'ọkpukpu-ya dapu,
Ka ọgwe-akam si n'ọkpukpu-ya tijipu.
23 Makana nuku afufu Cuku bulum ife egwù,
Maka ifi nbuni-Ya apurọm *ime ife ọbuna.*
24 Ọbuluna emelum ọna-edo atumanyam,
Si azi ezigbo ọna-edo, *Ngi bu* ncekwubem;
25 Ọbuluna aṅulilim makana àkùm rili nne,
Na makana akam enwegoli imelime;
26 Ọbuluna afugom ìfè ka ọnamu,
Ma-ọbu ọnwa ka ọnaga negbupu;
27 Alafueli obim na nzuzo,
Ọnum wesusue akam:
28 Nka bu azi ajọ omume nke ndi ikpe gekpe:
Makana akamagọnari Cuku Nke bi n'enu.
29 Ọbuluna aṅulilim n'ọdida onye kpọlum asi,
Ma-ọbu bunitebe onwem enu mgbe ajọ ife
kwudolu ya;
30 (Eye, ekwerọm ọnum ka ọme njọ
Sitena iwelu nkọca wejua ndu-ya;)
31 Ọbuluna ndi bi n'ikwu nkem ekwurọ, si,
Onye geweta onye anu-ya nejurọ afọ?
32 Ọbia anwurọ ula n'ilo;
Ma anamemeghepulu onye ije uzọm-ga;
33 Ọbuluna ekpudom njefiem-ga dika Adam,
Sitena izobe ajọ omumem n'obim;
34 Makana atulum egwu nuku ìgwè madu,
Nneni nke ezi-na-unọ-ga mebili obim,
Mwedebe ọnum du, ghalu .isizi n'ọnu-uzọ
pua—
35 Buluzidu na enwelum onye ganu onum!

Digitized by Google

(Ne, akalam, ka Onye pulu ime ife nine zam ;)
Na enwelum akwukwọ nke Onye mu na Ya nese okwu !
36 Ezie agamebulu ya n'uku-ubum ;
Agamekedo ya n'onwem dika okpu eze.
37 Agamegosi Ya ọnu-ọgu ama-ukwum ;
Agamakpudebe Ya dika onye ndu.
38 Ọbuluna anim nakpọ nkpu emedidem,
Etiti ọgbà nke ya nakwakọ ákwá ọnu ;
39 Ọbuluna eligom nmasi-ya néji ego ọbuna,
Ma-ọbu na emegom ndi nwe ya ka fa tufue ndu-fa :
40 Ka ogwu pue kama okili
Ka ata *pue* kama ọka.

Okwu Job agwusia.

32 1 Ndikom itọ ndia wezadebe Job aziza, makana yanwa bu onye ezi omume n'anya-ya. 2 Iwe Elaihu nwa Barakel onye-Buzait, n'ezi-na-unọ Ram, wenwulu ọku : iwe-ya wenwulu ọku n'aru Job, makana ọgunyelu nkpulu-obi-ya n'ezi omume kalia Cuku. 3 Iwe-ya nwu-azi-li ọku n'aru ndi-ọyi-ya itọ, makana fa afurọ aziza ọbuna, ma fa ama Job ikpe. 4 Ma Elaihu negeli igwa Job okwu, makana fanwa busi ya okenya. 5 Ka Elaihu fulu na aziza adirọ n'ọnu ndikom itọ a, iwe-ya nwulu ọku.

6 Elaihu nwa Barakel onye-Buzait weza, si,
Munwa bu nwata, ununwa bulu azi ezigbo ikenya ;
Ọnu wenamam nni, mtua egwu igosi unu ife mmalu.
7 Msi, *Imelime* ubọsi gekwugo,
Ọtutu arọ geme ka amalu amamife.

Google

8 Ma mọ di nime madu,
Iku-ume nke Onye pulu ime ife nine nenye fa nghọta.
9 Ọburọ ndi nuku bu ndi malu ife,
Nke ọnabu ndi-ikenye naghọta ikpe.
10 Nya ka mji si, Nulunu onum;
Munwa gegosi azi ife mmalu.
11 Ne, ecelum okwu-unu-ga,
Mge nti nghọta-unu-ga,
Mgbe unu ji gwuputa okwu.
12 Eye, ecelum unu nti,
Ne, ọnwerọ onye tanyelu Job n'anya,
Ma-ọbu onye zalu okwu-ya-ga n'etiti unu.
13 Maka unu asi, Ayi afugo amamife;
Cuku gacupu ya, ọburọ madu:
14 Makana odorọ okwu-ya n'usolo imedidem;
Nke mneji okwu-unu welu aza ya.
15 Emebili obi-fa, fa azanworọzi ọzọ:
Ewepulu okwu n'ọnu-fa.
16 Agamecelu azi, makana fa adekwu,
Makana fa kwulu du, fa azanworọzi ka?
17 Munwa azi gaza nkem,
Munwa azi gegosi ife mmalu.
18 Makana okwu juputalu nimem;
Mọ di n'afọm nakpanim.
19 Ne, afọm di ka manya anakwupurọ akwupu;
Dika kalama-akpukpọ ọfu-ga nke jekọ gagbọwa agbọwa.
20 Agamekwu, ka aru wefom;
Agamasa egbugbele-ọnum za.
21 Ayọm unu, ka mghalu isọ anya madu ọbuna;
Nke mnetu madu ọbuna afa.
22 Makana amarọm itu afa;
Ọmezi Onye kelum kpafu ebupum.

Google

33 1 Ma, Job, ayọm i, nulu okwum,
Ka ige nti n'okwum nine.
2 Ne, asagom ọnum,
Ilem ekwugo okwu nime ọnum.
3 Okwum *gekwuputa* ikwu-ọtọ nke obim:
Ife nke egbugbele-ọnum malu ka fa gekwu n'ezi-okwu.
4 Mọ nke Cuku ekegom,
Iku-ume nke Onye pulu ime ife nine nenyem ndu.
5 Ọbuluna ipulu, zam;
Do *okwu-i* n'usolo n'irum, kwulu n'etiti.
6 Ne, munwa nọcili anya Cuku etu isi kwu.
Esi azi n'ulọ wekpu munwa.
7 Ne, ibobom ameme i ka itua egwu,
Nke nbìdò nkem nadi i alo.
8 N'ezi-okwu ikwugo na ntim,
Anugo-azim onu okwu-*i*-ga, *si*
9 Munwa di ọca, énwé njefie ọbuna;
Munwa emerọ njọ ọbuna, nke ajọ omume nadi nimem:
10 Ne, Ọnacọm okwu-ga,
Ọgunyelum n'ọnye-ilo-Ya;
11 Onetinye ukwum n'ọgba-ga,
Ọnece ọkpu-uzọm nine nce.
12 Ne, agamaza i, na iburọ onye ezi omume na nka;
Makana Cuku ka madu nuku.
13 Gini kpatalu iji eso Ya ese okwu?
Makana Ọdaza n'ife Ọmenà.
14 Makana Cuku nekwu ofu nkwu,
Eye ugbolo nabọ, *ọbu ezie na madu* aribarọ ya ama.
15 Na nlọ, n' ofù ucici,

Digitized by Google

Mgbe oke ula ji adakwasi madu,
N' itu-olu-ula n'enu àkwà-edina;
16 Mgbe afu Ọgughe nti madu,
Ọme ka idọ-nti-fa sie ike.
17 Ka Ọwedọruka madu n'omume-*ya*,
Zobelu madu ngala;
18 Ọdọcigha nkpulu-obi-ya ka ọghalu iba n'ónùnù,
Na ndu-ya ka ọghalu ina n'iyi sitena nmà.
19 Sitena ife olulo ka eji dọ azi ya nti n'àkwà-edina-ya,
Na ọgù mgbe nca nime ọkpukpu-ya-ga:
20 Nyabu na ndu-ya nemelu ife olili izize,
Nkpulu-obi-ya *neme izize* nni di usọ.
21 Ọtasigo aru, nyabu na amafu *aru*-ya;
Ọkpukpu-ya anafurọ putalu ìfè.
22 Eye, obi-ya nakpudebe ónùnù nso,
Ndu-ya nakpudebe ndi ogbugbu.
23 Ọbuluna ofu mọ-ozi anọnyelu ya,
Ofu onye inaputa okwu, ofu onye n'etiti nnu nabọ na iruli:
Igosi madu ife kwulu ya ọtọ;
24 Ọmelu ya ebele azi, nasi,
Dọputa ya n'izida n'ónùnù,
Afugom ife ngbaputa.
25 Ageme ka aru-ya dinwo ofu kalia nke nwata;
Onecigha n'ubọsi obu n'isi:
26 Ọnayọ Cuku, ife-ya wesọ Ya;
Ọwewelu nkpu *anuli* fu iru-ya;
Onenyecigha madu ezi omume-ya.
27 Ọnabu abù n'iru madu, nasi,
Emegom njọ, gbagọ azi ife kwulu ọtọ,
Otorọm eto:
28 Ọgbaputago nkpulu-obim n'iba n'ónùnù,

Digitized by Google

Ndum gafu ìfè.
29 Ne, ife nine ndia ka Cuku nalu,
Ugbolo nabọ, *eye* itọ, n'ebe madu nọ.
30 Ka Owesi n'ónùnù wecigha nkpulu-obi-ya,
Ka ewewelu ìfè nke ndu nye ya ìfè.
31 Na nti, ngi Job, nulu onum:
Delu du; na munwa gekwu.
32 Inwe okwu n'ọnu, zam:
Kwue, makana ọnasọm igunye i n'onye ezi omume.
33 Ọmezi, nginwa nulu onum:
Delu du, na agamakuzili i amamife.

34 1 Elaihu wenazalili, si,
2 Nulunu okwum, unu ndi amamife;
Genu nti, unu ndi malu ife.
3 Makana nti nanwa okwu,
Dika ọnu si edetu nni.
4 Ka ayi rọlulu onweayi ikpe:
Ka ayi malu n'etiti onweayi ife di nma.
5 Makana Job ekwugo, si, Abum onye ezi omume
Cuku ewerukago ikpem:
6 Agamasi asi medide ikpem ka?
Ọnyam adirọ nzọta, ma ejefierọm ejefie.
7 Kedu nwoke di ka Job,
Onye nala akaje dika mili?
8 Onye nagaghali n'usu ndi neme ife neloro elo,
Osolu ndi ajọ omume nejeghali.
9 Makana okwugo, si, Ọbarọlu nwoke n'ife
Na ife Cuku sọlu ya.
10 Maka ya nulunu onum, unu ndi nwelu obi:
Ka Cuku nọtelu ife ọjọ aka;
Ka Onye pulu ime ife nine nọtelu ajọ omume aka.

Digitized by Google

11 Makana ọlu nke madu ka Ọgenyecigha ya,
Me madu ka ọfu ka uzọ-ya si di-ga.
12 Eye, n'ezi-okwu, Cuku ameme ife ọjọ,
Nke Onye pulu ime ife nine neme ka ikpe gbagọ,
13 Onye cinyelu Ya uwa nine n'aka?
Ma-ọbu onye tọlu ani nine atọ?
14 Ọbuluna Ọwelu obi-Ya nelokwaba sọ maka Onweya,
Ọbuluna Ọcikọ mọ na iku-ume nke Ya n'Onweya;
15 Aru nine gekubekọ ọnu,
Madu gecigha n'uzuzu.
16 Ọbuluna inaghọta ife, nulu nka:
Ge nti onu okwum-ga.
17 Onye kpọlu ikpe *kwu ọtọ* asì gaci ka?
Igama azi Onye ezi omume nke di ike ikpe ka?
18 Agasi eze, *Ngi* onye neloro elo?
Ma-ọbu isi ndi amalu afa-fa, *Unu* ndi ọjọ?
19 *Kezi ka igesi gwa* Ya nọfu, bú Onye danasọ anya ndi-isi,
Nke Ọnagbanye ọgalanya kalia onye nenwerọ ike?
Makana fa nine bu ọlu aka-Ya.
20 Na nwa-nkpilikpi ọge fa anwuru, ọbunadu na ndeli;
Anemerube ndi *bi n'uwa* fa anagafega,
Aneweruka ndi-dike néji aka ọbuna.
21 Makana anya-Ya di-ga n'uzọ-ga nke madu,
Ọnafu azi ama-ukwu-ya nine.
22 Ọnwerọ ọcici dinu; nke onyinyo ọnwu nadi,
Ebe ndi neme ife neloro elo gezobe onwefa.
23 Makana ọdirọlu Ya nkpa icighawanye *obi* maka madu,

Digitized by Google

Ka ọweje n'ikpe n'iru Cuku.
24 Onetili ndi-dike *n'uzọ* kalili ncọputa,
Welu ndi ọzọ docie anya fa.
25 Nyabu na Ọnariba ọlu-fa-ga ama;
Ọnaghakpu fa n'ucici, ewegweli fa.
26 Oneti fa aka dika ndi ọjọ
N'ebe ndi *ọzọ* nafu *fa*;
27 Makana fa kpurukalu n'iso Ya,
Fa aṅarọ nti uzọ-Ya ọbuna:
28 Fa weme ka nkpu onye nenwerọ ike lue Ya aru,
Ọwenu nkpu ndi ebudalu ebuda.
29 Mgbe Yanwa nenye izulu-ike, onyezi gama ikpe?
Mgbe Ozobelu iru-Ya, onyezi gekili Ya?
Ma-ọbu na emelu *ya* mba, ma-ọbu *ofu* madu, n'ofu aka afu:
30 Ka madu lulu alu ghalu ici,
Ka onye gagbalu ndi afu ọnya ghalu idinu.
31 Makana ọnwenugo onye ọbuna si Cuku,
Ebulugom *afufu*, mmemezi ife ọjọ:
32 *Ife* mnafurọ Nginwa kuzielum *nke afu*:
Ọbuluna emegom ajọ omume, mmemenwozi ya?
33 Ogenyecigha ka isi acọ, iji welu aju ya?
Makana nginwa garọlu, ọburọ munwa:
Nyabu kwube ife nke imalu.
34 Ndi nwelu obi gasim,
Eye, onye amamife ọbuna nke nulu onum:
35 Job nekwu náma ama,
Okwu-ya adirọ nghọta.
36 Buluzidu na aganwa Job genye n'isi-njedebe,
Maka ifi na ọzalu dika ndi nelorọ elo.
37 Makana otinyelu njefie na njọ-ya,

Google

Ọnaku *aka-ya* n'etiti ayi,
Nabawanye okwu-ya medide Cuku.

35 1 Elaihu wenazalili, si,
2 Inelo na nka bu ikpe,
Ka inekwu, si, Ezi omumem kalili nke Cuku,
3 Iji kwube, si, Kedu elele ọgabalu I?
Na, Kedu ife mgejeta, kalia nke mgejeta ma ọbuluna emelum njọ?
4 Munwa gaza i,
Ngi na ndi-ọyi-i.
5 Ne anya n'enu-igwe-ga, fulu;
Kilie ígwé-ga, nke ka i enu.
6 Ọbuluna imego njọ, kedu ọlu inaludide Ya?
Ọbuluna njefie-i abawanye, kedu ife ineme Ya?
7 Ọbuluna ibulu onye ezi omume, kedu ife inenye Ya?
Ma-ọbu gini ka Ọnanalu n'aka-i?
8 Ife-ọjọ-i *gemelu* nwoke dika i *aru*;
Ezi omume-i *gabalu* nwa nke madu *elele*.
9 Maka ifi imelime nkpagbu fa kpọba nkpu;
Fa nakpọ nkpu *inye-aka* maka ifi ọgwe-aka ndi-dike.
10 Ma ọnwerọ onye nasi, Kedu Cuku Onye kelum,
Onye nenye abù n'ucici;
11 Onye nakuzili ayi kalia anumanu nke uwa-ga,
Me ka ayi nwekalia umu-nnunu nke ígwé amamife?
12 N'ebe afu ka fa nakpọ nkpu, ma ọnwerọ onye nazanu,
Maka ifi ngala nke ndi ajọ madu.
13 N'ezi-okwu Cuku amanu ife nelorọ elo,

Google

Nke Onye pulu ime ife nine nagbanye ya.
14 Kezi *ka Ogesi gbanye ya* mgbe isi na ifutarọ Ya,
Okwu afu di n'iru Ya, inece azi Ya!
15 Ma kita, makana Ojirọ iwe-Ya weneta,
Nke Ọnariba npako ama ri nne;
16 Job wesa ọnu-ya na nkiti;
Ọneme ka okwu-ya di-ga nuku náma ife.

36 1 Elaihu wenekwulili, si,
2 Celum nwantinti, na agamegosi i;
Makana okwu dilili ikwulu Cuku.
3 Agamesi n'ọte-aka weta ife-ọmumam,
Agamagunyelu Onye kelum ezi omume.
4 Makana ezie okwum aburọ asi:
Ofu Onye nke zulu oke n'ife ọmuma nọnyelu i.
5 Ne, Cuku di ike, Ọdeneni *onye ọbuna:*
Ọdi ike n'ume obi.
6 Ọdedebe ndu nke onye ọjọ:
Ma Ọnenye ndi ebudalu ebuda ikpe kwu ọtọ.
7 Ọdesepu anya-Ya n'ebe Onye ezi omume nọ:
Ma Ọnadọba fa na ndi-ezè n'enu ukpo ọkpu,
Anebuni fa enu.
8 Ọbuluna akpọdo fa igà,
Nwude azi fa n'udọ-ga nke nbuda;
9 Owegosi fa ọlu-fa,
Na njefie-fa-ga, na fa emego ife isi-ike.
10 Ọnagughe azi nti-fa maka idọ-nti,
Nagwa azi fa ka fa si n'ife neloro elo cighata.
11 Ọbuluna fa anu febe azi *Ya,*
Fa ganọli ubọsi-fa-ga n'ọdi-nma,
Nọ azi arọ-fa-ga, n'ife usọ-ga.
12 Ma ọbuluna fa anurọ, fa gesi n'ife agha wena n'iyi,

Digitized by Google

Fa ganwu náma ife.
13 Ma ndi lulu alu n'obi nakpado iwe:
Fa adakpọ nkpu *inye-aka* ma Ọkedo fa.
14 Nkpulu-obi-fa nanwu ka fa di na nwata,
Ndu-fa *nana n'iyi* n'etiti ndi edolu nsọ *nye Aṣtoret.*
15 Ọnazọputa onye ebudalu ebuda na nbuda-ya,
Ọnagughe azi nti-fa na nmegbu.
16 Eye, Okesi na nkpà lalu i
Nye n'ebe folu iru, ebe nakparọ nkpa ọbuna;
Ife adọbalu n'enu tebel-i gejuputa n'abuba.
17 Ma ijuputalu n'okwu ikpe nke onye ọjọ:
Okwu ikpe na ikpe nakwado *i.*
18 Ebe ọnuma di, *kpacalu anya* maka inweju-aka alaputa i;
Ka oke ọnu nke ife ngbaputa ghalu inuruka i.
19 Akù-i gezu, imaneji nọ na nkpa ka,
Ka-ọbu idi-ike nine nke ume-*i* ka?
20 Eghekpọna maka ucici,
Mgbe eji ekpocapu ndi *di-ga n'ice n'ice* n'ọnọdu-fa.
21 Nezie anya, edona ife nelorọ elo iru:
Makana nka ka irọlu kalia nbuda.
22 Ne, Cuku nebuni Onweya n'ike-Ya:
Onye bu onye nkuzi dika Ya?
23 Onye kalu Ya uzọ-Ya?
Ma-ọbu onye gekwu, si, Imego ajọ omume?
24 Ceta ka ime ka ọlu-Ya bue nuku,
Nke madu kwegolu n'abù.
25 Madu nine enego ya anya;
Madu nenegalu ya n'ọte-aka.
26 Ne, Cuku ebuka, ayi amarọ *Ya;*
Nke ọnu-ọgu arọ-Ya nenwe ncọputa.
27 Makana Ọnamikọlọ nkpulu mili,

Digitized by Google

Nke nesi n'alulu-Ya nezo mili:
28 Nke ígwé neruda
Natuwusa madu imelime.
29 Eye, ọnwelu onye gaghọta ka esi gbasa ulu-kpu-ga,
Ma-ọbụ nkpọtu-ga nke ikwu-Ya?
30 Ne, Ọgbasalu ìfè-Ya n'enu ya;
Onekpucita ọmu-ani orimili nnu.
31 Makana sitena ndia ka Oji ekpe ndi *nine n'uwa;*
Ọnenye ife olili n'uba.
32 Ọji ìfè ekpucita aka-Ya nabọ;
Neti-azi-li ya iwu imedide onye nawaku ya.
33 Nkpọtu-ya negosi maka Ya,
Ife enunu *negosi* maka ife nakwugo akwugo.

37 1 Na nka ka obim nama azi aru nni
Fepu n'ọnọdu-ya.
2 Nulunu ọfuma nkpọtu onu-Ya,
Na nderube nke si n'ọnu-Ya aputa.
3 Onezipu ya n'okpulu enu-igwe nine,
Na ìfè-Ya genye n'ebe uwa jedebelu.
4 Nka gasia ofu onu bigbọ;
Ọnama akpala n'onu nbuni-Ya:
Ọdakwusi fa mgbe anulu onu-Ya.
5 Ọuku neji onu-Ya ama akpala di ebube;
Nuku ife-ga ka Ọneme, nke ayi namarọ.
6 Makana Ọnasi sno, Da n'ani;
Ọsi azi nṣanṣa mili,
Na nṣanṣa mili-ga nke oke mili-ozuzo-Ya.
7 Ọme ka aka madu nine takudo;
Ka madu nine ndi Ọkegolu wemalu *ya.*
8 Anumanu nine wega n'ọté,
Nọdide nime ọnu-fa-ga.
Oke ikuku si n'obulu-unọ *nke adagbe* nabia:

Oyi *si* azi n' Ugwu *nabia*.
10 Anenye ais sitena iku-ume nke Cuku :
Eme azi obodobo nke mili-ga ka ọkpa nkpa.
11 Eye, Oji mili ozuzo webo ulukpu ibu ;
Ọnagbasa ígwé oji nke ìfè-Ya :
12 Anerughali nke afu okilikili sitena ọkpukpe-Ya,
Ka fa weme ife nine Otili fa n'iwu
N'ani nine di n'uwa :
13 Ma ọbu maka itali, ma-ọbu maka ani-Ya,
Ma-ọbu maka ebele, ka Oji eme ka ọbia.
14 Ge nti nka, ngi Job :
Kwulu, cighalia uce-i n'ọlu ebube-ga nke Cuku.
15 Imalu ka Cuku si tili fa *iwu-Ya*,
Me ka ìfè nke igwe-oji-Ya namu ?
16 Imalu nsi-ama nke ulukpu-ga,
Ọlu ebube-ga nke Onye zulu oke n'ima-ife ka ?
17 Ngi onye afe-i nekpo ọku,
Mgbe Oji me ka uwa zulu ike sitena *ifufe nke* adagbe ?
18 Igeso Ya gbasa ígwé,
Nke sili ike dika enyo akpulu akpu ka ?
19 Me ka ayi malu ife ayi gagwa Ya ;
Makana ayi edorọ *okwu-ayi* n'usolo maka ifi ọcici.
20 Agakọlu Ya na agamekwu ka ?
Ma-ọbu na madu gasi ka enomi ya ka ?
21 Kita *madu* afurọ ìfè nke namu n'ígwé :
Ma ifufe nagafe, nawuca fa.
22 Sitena Ugwu ka *ɔ̀mùmù* namu *dika* ọna-edo :
Eyikpolu Cuku nsọpulu di egwu.
23 Onye pulu ime ife nine, ayi apurọ icọputa Ya ; Obuka n'ike ;
N'ikpe na nuku ezi omume ka Ọmanebuda.

Digitized by Google

24 Nya ka madu neji atulu Ya egwu:
Ọdeneta ndi nwelu obi amamife.

38 1 Jehofa weza Job sitena nuku ifufe, si,
2 Onye di nwọ nke neme ka alo gba ọcici
Sitena okwu ima-ife nadiro?
3 Fielu akwa-i n'ume kita dika nwoke;
Makana agamaju i, mem ka Mmalu.
4 Ebe ka inọ mgbe Mji wetọ ntọ-ani-ga nke uwa?
Gosi, ma ọbuluna imalu nghọta.
5 Onye zulu izuzu nsi-ama-ya-ga, ma ọbuluna imalu?
Ma-ọbu onye setili udọ n'enu ya?
6 N'enu gini ka ecikọnyelu ntọ-ani-ya-ga?
Ma-ọbu onye dolu nkpuma nkuku di ya;
7 Mgbe kpakpando ututu ji abukọ abù ngoli ọnu,
Umu Cuku nine nakpọ azi nkpu anuli.
8 Ma-ọbu *onye* ji aku ọnu-uzọ-ga wemecibido orimili nnu,
Mgbe oji waputa, *dika agasi na* osi n'afọ puta;
9 Mgbe Mji mebe ígwé oji ka ọbulu afe-ya,
Na oke ọcici ka ọbulu ákwà ntulu ya.
10 Kpa-azi-li ya ókèm,
Tinye nga na aku ọnu-uzọ-ga,
11 Wesi, N'ebe a ka igelu, imaghaga azi ya;
N'ebea ka agakwusi oke akpoli ngala-ga nke i?
12 Itinugolu ututu iwu eri ubọsi-i-ga *ji bido*,
Me ci ofufo ka ọmalu ọnọdu-ya;
13 Ka owejide akuku-ga nke uwa aka,
Ka ezizipu ndi ọjọ nime ya?
14 Orughaligo dika ulọ n'okpulu ife òbìbì
Ife nine kwuputa dika afe:
15 Anazọdolu ndi ọjọ ìfè-fa,

Digitized by Google

Akpajie oke ọgwe-aka.
16 Ibanyego n'isi-iyi-ga nke orimili nnu?
Ma-ọbu ikpaghaligo n'ọmu-ani ogbu mili ka?
17 Emeghegolu i ọnu-uzọ-ga nke ọnwu ka?
Ka-ọbu na ifugo ọnu-uzọ-ga nke onyinyo ọnwu?
18 Ighọtago obosala uwa ka?
Gosi, ma ọbuluna imalu ya fa nca.
19 Kedu uzọ *ebe* ìfè bi,
Ọcici azi, kedu ebe nke ya;
20 Ka iwewega ya n'okè-ani-ya,
Ka iwemata azi ọkpu-uzọ-ga nke unọ-ya?
21 Imago, makana amugo i-li n'ọge afu,
Ọnu-ọgu ubọsi-i erika!
22 Ibago n'ebe akwakọbalu sno,
Ka-ọbu na ifugo ebe akwakọbalu aku mili igwe,
23 Nke Mzọdogolu ọge nkpa,
Na ubọsi ọgu na agha?
24 Kedu uzọ *ebe* ekesalu ìfè,
Ma-ọbu *ebe* akpasalu ifufe ìru-anya-anwu n'enu uwa?
25 Onye wagolu iji oruru uzọ,
Wa-azi-li àmùmà nke akpala uzọ;
26 Ka ọweme ka mili zo n'ani n'ebe madu nebirọ;
N'ọfia kwu nkiti, nke madu ọbuna nanọrọ;
27 Ka ọweme ka afọ ju *ani* emebili emebi na nke tọgbọlu nkiti;
Ka ọweme azi ka umu afifia pue?
28 Mili ozuzo nwelu nna ka?
Ma-ọbu onye mugolu ùtùtù igiligi-ga?
29 Nime afọ onye ka ais si puta?
Na hoa frost nke enu-igwe, onye mugolu ya?
30 Ezobelu mili dika *eji* nkpuma,
Iru ogbu mili larulu alaru.

Digitized by Google

31 Igekedo akpa Plaiadis,
Ma-ọbu tọpu agbu Orion ka?
32 Igedupu Mazarot n'ọge-fa ka?
Ka igedu Bea na umu-ya ka?
33 Imalu ukpulu-ga nke ígwé ka?
Igeme ka ọcıba n'uwa ka?
34 Igewenitelu ulukpu onu-i,
Ka njufega mili wekpudogo i ka?
35 Igezipu àmùmà, ka fa weje,
Nasi i, Ne ayinwa?
36 Onye tinyegolu amamife n'akuku di-ga nime?
Ka-ọbu onye nyegolu akọnuce nghọta?
37 Onye gesite n'amamife wegu igwe oji ọnu?
Ka-ọbu onye gerupu kalama-ga nke ígwé,
38 Mgbe etum ghọrulu ulọ,
Ọkpulukpu tikọsia ọnu?
39 Iganaculu nwunye agaba nta anu ndọli ka?
Ma-ọbu me ka afọ ju umu agaba,
40 Mgbe fa ji àmakpulu nime ọnu-fa-ga,
Nọta nime ọté ice anu?
41 Onye nakwadebelu ugolọma nni-ya,
Mgbe umu-ya akpọkunà Cuku,
Nawaghali maka énwé nni ọbuna?

39 1 Imalu ọge ewu ọfia-ga nke nkpuma ji amu umu ka?
Ka-ọbu na inariba ama mgbe nwunye ene ii amu umu?
2 Igaguta ọnwa fa nọlu ọnu?
Ka-ọbu na imalu ọge fa ji amuputa?
3 Fa negburobe onwefa, namuputa umu-fa,
Fa naturuka ife-olulo-fa-ga.
4 Aru nama umu-fa nmá, fa nesonita n'ọzala;
Fa apua, fa adecighakute fa ọzọ.
5 Onye zipugolu anyinya ọfia ka ọnwelu ónweya?

Digitized by Google

Ka-ọbu onye tọpugolu udọ anyinya ọfia ?
6 Onye Mmegolu ọzala ka ọbulu unọ-ya,
Me azi ka ani bú sọ nnu *bulu* ebe-obibi-ya.
7 Ọnamu nkpọsu obodo amu,
Ọdanu nkpọtu onye naci anyinya.
8 Ẹnu ugwu bu-ga ebe-ita-nni-ya,
Ọnacọ akwukwọ ndu nine.
9 Ọgasọ atu ifè i ?
Ka-ọbu na ọganọ na nso agbuke-i ?
10 Igeji udọ nibe atu *n'ife-ọlu*-ya n'ọgba ugbo ka ?
Ka-ọbu na ogeso i gbubobe mgbulugudu ?
11 Igecekwube ya, makana ike-ya rili nne ?
Ka-ọbu na iganarapulu ya àkànyà-i ?
12 Igeji ya aka, na ogebucigha nkpulu-i,
Kpokọba *ọka* n'ebe-anesuca-ọka-i ?
13 Nku ọstric negoli ngoli ;
Ma nku-ya na ugbene-ya di-ga afọ-ọma ka ?
14 Makana ọnarapu àkwá-ya n'ani,
Ọnàbú azi fa n'etum,
15 Cezọ na ukwu gazọkpọ fa,
Ma-ọbu na anu ọfia gazọli fa.
16 Ọnemeso umu-ya ife-ike, dika agasi na fa aburọ nke ya :
Ọbu ezie na àkànyà-ya bu nkiti, ma ọnwerọ egwù ;
17 Makana Cuku melu ya ka ọcezọ amamife,
Ọkenyerọ ya nghọta.
18 Mgbe obinili igba ọsọ,
Ọmuba anyinya na onye obu amu.
19 Inyego anyinya ike-*ya* ?
Iyikwasigo ọza nemerube emerube n'onu-ya ?
20 Imego ya ka ọnamani ka igwulube ?
Ebube ákwá-ya di ibobo.
21 Oneli ṁbàkà na mgbulugulu, negoli n'ike-ya :

Ọnapụ izuta ife-agha-ga.
22 Ọnamu egwù amu, emebirọ obi-ya;
Nke ọnagbakuta nmà-agha azu.
23 Akpa ìkọ̀ narakwasi ya,
Ube nke negbupu egbupu na obo.
24 N'ọwuwu na ọnuma oneno ani;
Okwerọ na ọbụ onu opi.
25 Mgbe opi ejinà *ra* ọsi, Ehe!
Ọnamata ísì agha n'ọte-aka,
Nbigbọ ndi-ọci-agha, na nkpu.
26 Egbe nefeni enu sitena nghọta-i,
Setia nku-ya-ga do iru n'adagbe?
27 Ugo nefego n'*okwu* ọnu-i ka,
Nalu àkwú-ya n'enu?
28 Onebi n'enu nkpuma, nanwu ula *n'ebe afu*,
N'enu nkpogonkpo nkpuma, na ebe sili ike.
29 Ebe afu ka onesi enyota nni;
Anya-ya nafuta-ga n'ọte-aka.
30 Umu-ya nalaca azi ọbala:
Ebe egbunà madu, ebe afu ka ọnọ.

40 1 Jehofa wenazalili Job, si,
2 Onye nadọ nti geso Onye pulu ime ife nine se okwu ka?
Onye naluso Cuku uka ka ọza ya.

3 Job weza Jehofa, si,
4 Ne, epelum npe; gini ka mgaza I?
Ejim aka kpucita ọnum.
5 Ofu nkwu okwu ka mkwulu, mmanzazi;
Eye ugbolo nabọ, mmankwuzi ọzọ.

6 Jehofa wesi nimẹ nuku ifufe za Job, si,
7 Fielu akwa n'ume-i kita ka nwoke:

Google

Agamaju i, mem ka Mmalu.
8 Igeme azi ka ikpem bulu ife nkiti ka?
Igamam ikpe, ka ewegunye i n'onye ezi omume?
9 Ka-ọbu ọgwe-aka ka inwelu dika Cuku?
Igeji azi onu dika Ya wema akpala?
10 Biko welu nbuni na idi-nuku wecọ onwei nmá;
Welu azi nsọpulu na ebube yikwasi onwei.
11 Ruputa nrufega nke iwe-i:
Nene azi onye ọbuna nagala ngala, ka ikwatue ya n'ani.
12 Nene onye ọbuna nagala ngala, ka ibuda ya;
Zọda azi ndi ọjọ n'ebe fa kwu.
13 Zobekọ fa n'uzuzu;
Fiedo iru-fa n'*ebe di* nzuzo.
14 Emesia Munwa azi gekwuta i
Na aka-nni nke i gazọputa i.
15 Ne otobo, nke Mkelu ngi na ya;
Ọnata afifia ka efi.
16 Nekene, ike-ya di n'úkwù-ya,
Ume-ya di azi n'akwala afọ-ya.
17 Onegbu ọdu-ya dika *osisi* sida:
Anyakọlu akwala aci-ya ọnu.
18 Ọkpukpu-ya di-ga *ka* ide ọna;
Nkpisi-akuku-ya di-ga ka nga ígwè.
19 Nke afu bu isi n'uzọ-ga nke Cuku:
Onye kelu ya enyego *ya* nmà-ya
20 Ezie ugwu-ga nemelu ya nni;
Ebe anu ọfia nine negwuli egwu.
21 Odina n'okpulu osisi lotọs,
N'ebe nzuzo nke ami-agu, na ùlù.
22 Osisi lotọs neji ndo-fa ekpudo ya;
Osisi wilo nke mili-iyi dirubelu ya.
23 Ne, ma orimili lusa, aru adama ya nni;

Digitized by Google

Ọnwelu ncekwube, bulugodu na Jọdan nelunye ya n'ọnu.
24 Ọnwelu onye ganwude ya n'ebe ọnene anya,
Ma-ọbu iji nga mapu imi-ya?

41 1 Igeji ukpo kpunita nuku agu-iyi ka?
Ka-ọbu welu udọ biada ile-ya?
2 Igetinye apali-udọ n'imi-ya ka?
Ka-ọbu welu ndudu dupue agba-ya?
3 Ọgayọ i imelime ayiyọ ka?
Ka-ọbu na ọgagwa i okwu nlo-ga?
4 Ngi na ya geme àgbà,
Na igewelu ya ka ọbulu orù ebe-ebe?
5 Igegwuso ya egwu ka nnunu?
Ka-ọbu na igefiedolu ya umu-agbọ-i?
6 Otu *ndi ọkù* geji ya zu afia ka?
Fa geke ya n'etiti ndi afia ka?
7 Igeji ígwè nwelu nko fọju akpukpọ-aru-ya,
Ma-ọbu iji ọkari fọju isi-ya ka?
8 Tukwasi ya aka-i;
Lota ọgù, ka ighalu imenwozi nọfu.
9 Ne, itu-anya-ya bu na nkiti:
Amakwatu *mmadu* ma afura ya ka?
10 Ọnwerọ onye gabuka odogwu nke ikpọte ya:
Onyezi bu onye afu gakwuni n'irum?
11 Onye bu uzọ nyem, nke Mgenyecigha?
Ife adina n'ọkpulu enu-igwe nine bu nkem.
12 Mmedelu du ikwu maka akuku-aru-ya-ga,
Ma-ọbu ọlu-ya di-ga ike, ma-ọbu ka aru-ya si bulu sọ nma.
13 Onye yipugolu afe enu aru ya?
Onye gabia n'etiti agba-ya nabọ?
14 Onye gemeghe ọnu-uzọ-ga nke iru-ya?
Ezé-ya di-ga ibobo okilikili.
15 Ndili akpilikpa-*ya* bu ngala-*ya*,

Digitized by Google

Ebikọlu fa ọnu *dika agasi na ọbu* ife òbìbì sili ike.
16 Ka ofu si nọdebeka ibe-ya nso,
Na ikuku amabata n'etiti fa.
17 Fa nyakudolu ibe-fa;
Fa jikọdolu, ka amanadọsa fa.
18 Ize-uzele-ya negbupu-ga ka ìfè,
Anya-ya di-ga ka mbubolu-anya nke ci-ofufo.
19 Ọku si n'ọnu-ya aputa-ga,
Iceke ọku nefepu-ga azi.
20 N'imi-ya ka anwulu si akwuputa,
Dika nke ite esibelu esibe na ami *nele-ga ọku.*
21 Ume-ya neledo unyi ọku,
Ilele ọku nesi n'ọnu-ya enwuputa.
22 N'onu-ya ka ike nadi,
Akpajiji nete egwu n'iru ya.
23 Ibe ulu-aru-ya nyakudolu ọnu:
Fa sili ike n'enu ya; amemerube ya.
24 Obi-ya sili ike ka nkpuma;
Eye, *osili nọ* ike ka nkpuma igwe nni enili eni.
25 Mgbe obunitalu onweya enu, ndi-dike jọlu ujọ:
Maka ifi imebi-obi fa sifie azi uzọ.
26 Ọbuluna madu egbue ya nmà, ọmeme *ya* ife ọbuna;
Nke ube, ma-ọbu obo, ma-ọbu afo ígwè nke agha *neme ya.*
27 Ọnagunye ígwè n'afifia,
Ọna n'osisi lelu ule.
28 Ufele ameme ka ọgbanaba:
Nkpuma èbè naghọlu ya okpolo ọka.
29 Anagunye ndele n'okpolo ọka:
Ọnamu ikpọ anwu nke obo amu.
30 Ọkpulu ya di *ka* ibele eju di nkọ;

Digitized by Google

Ọnagbasa *dika ọbu* ife isuca ọka n'enu apiti :
31 Ọneme ka ogbu nili nagbọ ka ite :
Ọneme orimili nnu ka ude.
32 Ọneme ka ọkpu-uzọ nenwuso ya ;
Madu gelo na ogbu mili nwelu isi-awọ.
33 Ife yili ya adirọ n'uwa,
Nke emebelu néji egwu.
34 Ọnafuzu ife nine di enu :
Yanwa neci ezè anu ọfia di ngala nine.

42 1 Job weza Jehofa, si,
2 Amalum na Ipulu ime ife nine,
Na ọnwerọ izuzu-I aganara.
3 Onye di nwọ nezobe alo nénwe ọmuma ife ?
Maka ya ka mji gosi ife mnaghọtarọ,
Ife kalilim ebube, nke mnamarọ.
4 Nulu, ayọm I, munwa gekwu ;
Agamaju I, mem ka mmalu.
5 Anugom-li maka I sitena ọnunu nke nti ;
Ma kita anyam nafu I,
6 Nya ka *okwu*m ji emem izize, mwelogha azi
N'etum na ntu-ọku.

7 Oluzia, ka Jehofa gwasili Job okwu ndia, Jehofa wesi Elaifaz onye-Timanait, Iwem enwulugo ọku n'aru i, na n'aru ndi-ọyi-i nabọ azi : makana unu ekwurọ ife kwu ọtọ makam, dika odibom Job si kwu. 8 Nyabu, cilinu efi isa na ebunu isa, jeku odibom Job, ka unu cualu onweunu aja nsule ; odibom Job gekpe ekpelu maka unu ; makana ya ka Mgafu iru-ọma, ka Mweghalu imeso unu etu nsọkwu-unu si di ; makana unu ekwurọ ife kwu ọtọ makam, etu odibom Job *si kwu*. 9 Elaifaz onye-Timanait na Bildad onye-Ṣuhait

na Zofa onye-Neamatait wejebe, me etu Jehofa si gwa fa: Jehofa wefu Job iru-ọma. 10 Jehofa werughalia idọ-n'agha Job, mgbe ọji kpe ekpelu maka ndi-ọyi-ya: Jehofa wenye Job nmaji ife ọnweluli. 11 Umunne-ya ndikom nine, na umunne-ya umu-nwayi nine, na ndi nine buli ndi malu ya aka n'izizi, biakute ya, solu ya lie nni n'unọ-ya: fa gugua ya, kasie azi ya maka ajọ ife nine Jehofa wetalu ya-li: ebe onye anọna ọnye ya ofu ego, ebe onye anọna *ọnye* azi *ya* mgbaka ọna-edo. 12 Jehofa wegọzie ọge ikpe-azu Job kalia isi-nbido-ya: ọwenwe ula-nnu atulu na nnu ili na ise, na nnu kamel ili na ise, na nnu efi ise, na nnu nabọ nwunye anyinya-ibu na iruli. 13 Ọnwe-azili umu-ndikom isa na umu-nwayi itọ. 14 Ọwekpọ afa nke izizi, Jemaima; na afa *nwa-nwayi* nke-ibọa, Kezaia; na afa *nwa-nwayi* nke-itọ Kerenhapuk. 15 N'ani nine ọnwerọ ebe afulu nwayi makwudolu umu Job na nmá: nna-fa wenye fa ùkwù n'etiti umu-nna-fa. 16 Ka nka gasili Job tọlu ọgu arọ isa, fu umu-ndikom-ya, na umu umu-ndikom-ya, *ọbunadu* ndudugandu inọ. 17 Job wenwuru, mesia agadi juputa n'ubọsi-ga.

ABU-ỌMA.

AKWUKWỌ I.

1 1 Aṅuli nadili onye nadeje n'alo ndi ajọ madu,
Nke ọnakwu n'uzọ ndi ọjọ,
Nke ọnanọ ani n'ọnọdu ndi akaje.
2 Ma ife nasọ ya bu iwu Jehofa;

Digitized by Google

Onelo iwu-Ya azi n'obi-ya efifie na ucici.
3 Ọgadi azi ka osisi amalu n'ikpele mili-iyi,
Nke nami nkpulu-ya n'ọge nkpulu,
Akwukwọ-ya azi adajanwu ajanwu ;
Ife ọmenà azi ọgagalu ya ọfuma.
4 Ndi ajọ madu adirọ nọfu ;
Ma fa di ka igbogbo nke ikuku kusalu.
5 Nyabuna ndi ajọ madu amakwu n'ikpe.
Nke ndi ọjọ azi nakwu n'ìgwè ndi ezi omume.
6 Makana Jehofa malu uzọ ndi ezi omume :
Ma uzọ ndi ajọ madu gana n'iyi.

2 1 Gini kpatalu mba jiakpọtu-ga nkpọtu n'iwe,
Ndi *nine n'uwa* nelo ife neloro elo n'obi-fa ?
2 Ndi-eze uwa kwucili,
Ndicie nara azi alo,
Imedide Jehofa, ya na imedide onye Ọtelu ude, *si*,
3 Ka ayi tibe agbu-fa-ga,
Ka ayi si n'ebe ayi nọ kpofue udọ-fa-ga.

4 Onye nọ ani n'enu-igwe *dika eze* gamu fa amu :
Dinwenu-ayi geme fa akaje.
5 Mgbe afu Ọgagwa fa okwu n'iwe-Ya,
Ogeji agadaga ọnuma-Ya wesogbu fa :
6 Ma Munwa ecigo ezem
N'enu Zaiọn ugwu nkem di nsọ.

7 Agamakọ ukpulu afu :
Jehofa gwalum, Nginwa bu Ọkpalam ;
Munwa amutago i tata.
8 Yọm, na agamenye *i* mba-ga ka fa bulu ùkwù-ĩ,
Na akuku uwa jedebelu ka fa bulu ife inwelu.
9 Igeji ndele ìgwè wemelu fa aru ;
Igetili azi fa ka ite ọkpu-ite.

Digitized by Google

10 Nyabu nwenu amamife, unu bú ndi-eze:
Ka adǫ unu nti, unu bú ndi-ikpe nke uwa,
11 Welunu egwù febe Jehofa,
Welunu aru-ima-nni azi golibe ngoli.
12 Susue Ǫkpala ǫnu, maka ǫwebe iwe, unu ana azi n'iyi n'uzǫ,
Makana akpafu eme ka iwe-ya nwulu ǫku.
Añuli dili ndi nine nagbaba nime ya.

3 *Abu-ǫma Defid, ka ǫgbapulu Absalom nwa-ya.*

1 Jehofa, ne ka fa si abawanye bu ndi namanyem!
Ndi nakwunite imedidem rili nne.
2 Fa rili nne bu ndi nekwu maka nkpulu-obim,
Nzǫputa ǫbuna adirǫlu ya nime Cuku. [Sela.
3 Ma Nginwa, Jehofa, bu ǫta okilikilim;
Ngi bu otutom, na Onye nebuni isim enu.
4 Ejim onum wekpǫku Jehofa,
Ǫza-azi-lim sitena ugwu-Ya di nsǫ. [Sela.
5 Edinalum ani laru ula;
Etetalum; makana Jehofa nakwadom.
6 Munwa amatu egwu ula-nnu kwulu ula-nnu ndi afu,
Ndi kwu imedidem okilikili.
7 Binie, Jehofa; zǫputam, Cuku nkem:
Makana Itigo ndi-ilom nine n'agbugba nti;
Itikwopugo ézé-ga nke ndi ajǫ madu.
8 Jehofa nwe nzǫputa:
Ka ngǫzi-I di n'isi ndi nke I. [Sela.

4 *Qdili Onye-isi Abu; n'ubǫ-akwala-ga. Abu-ǫma Defid.*

1 Zam mgbe mkpǫlu nkpu, Cuku nke ezi omumem;
Iweputagom *ka mnǫ* na nkpa:

Digitized by Google

Melum ebele, ka Inulu ekpelum.
2 Unu umu nke madu, ọge one ka agerughali
otutom na nneni?
Ọ-ge one ka unu gafu ife neloro elo n'anya,
nacọ okwu asi? [Sela.
3 Ma malunu na Jehofa edebego onye afọ-ọma
n'usọ ka ọbulu nke Ya:
Jehofa ganu onum mgbe mkpọkulu Ya.
4 Jọnu ujọ, unu emena njọ:
Gwa obi aka unu okwu n'enu àkwà-unu,
delunu du azi. [Sela.
5 Cuanu aja-ga nke ezi omume,
Cekwube azi Jehofa.
6 Ọtutu madu di ndi nasi, Onye gegosi ayi ezi ife?
Jehofa, me ka ifè iru-I mukwasi ayi.
7 Itinyego aṅuli nime obim,
Ká ka *fa nwelu* mgbe ọka-fa na manya-fa ji
abawanye.
8 Agameji ndokwa dina ani laru azi ula:
Makana ọbu sọ Nginwa, Jehofa, neme ka
mbili n'aru-ofufo.

5 *Ọdili Onye-isi Abu; nyelu ọja-ga, Abu-ọma Defid.*

1 Ge nti n'okwum-ga, Jehofa,
Cigha uce n'ilolo-obim.
2 Ṅa nti onu akwam, Ezem na Cukum;
Makana ọbu Ngi ka mnekpelu.
3 Jehofa, Iganu onum n'ututu;
N'ututu ka mgedo *ekpelum* n'usolo n'iru-I, ce
azi nce.
4 Makana Nginwa aburọ Cuku Onye ife ọjọ
nasọ usọ:
Njọ amanwunyelu I ula.
5 Ndi juputalu na ngala amakwu n'iru I;

Digitized by Google

Inakpọ ndi nine nalu ajọ ọlu asị.
6 Igegbusisi ndi nekwu okwu asi:
Jehofa naju onye agu ọbala nagu na onye aghugho.
7 Ma munwa, n' ọtutu afọ-ọma-I ka mgaba n' unọ-I:
Agameji egwù-I nesekpulu n'ebe unọ-nsọ-I di.
8 Jehofa, dubem n'ezi omume-I maka ifi ndi necem anwu;
Me ka uzọ-I kwulu ọtọ n'irum.
9 Makana ife kwesili ncekwube adirọ n'ọnufa;
Ime-obi-fa jọgbulu onweya:
Akpiliị-fa di ka ini ghelu ọghe;
Fa ji ile-fa alafu nlafu.
10 Cúku, Gunye fa na ndi ikpe malu;
Ka fa da sitena alo-ga fa n'onwefa ralu:
Kwapu fa nime ọtutu njefie-fa;
Makana fa anupugo onwefa n'aka-I.
11 Ma ka ndi nine gbabalu nime I ṅuliba:
Ka fa nabu abu ngoli ebe-ebe, makana Inezedo fa;
Ka ndi fulu afa-I n'anya nyaba azi isi na Ngi.
12 Makana Igagọzi onye ezi omume;
Jehofa, Nginwa geji ka ife-ya si asọ I wezerube ya dika nuku ọta.

6

Ọdili Onye-isi Abu; n'ubọ-akwala-ga, emelu ka ọdabanye na Ṣeminit. Abu-ọma Defid.

1 Jehofa, ejikwana iwe-I webalum nba,
Nke Ineji ọnuma-I wepiam ife.
2 Melum ebele, Jehofa; makana munwa enwerọ ike:

Digitized by Google

Jehofa, zọm ; makana anesogbum n'ọkpukpuga.
3 Anesogbu azi nkpulu-obim agadaga :
Nginwa Jehofa, ọge one ?
4 Jehọfa, cigha, zọputa nkpulu-obim :
Zọputam maka ifi afọ-ọma-I.
5 Makana adeceta I manca n'ọnwu :
Na Ṣeol onye gekene I ?
6 Ike agwum n'isu-udem ;
Kwa ucici ka mneme ka àkwàm se *n'anyamili ;*
Ewelum anya-mili nede ife-edinam.
7 Anyam adaba ùgbò maka ifi ife-nwuta ;
Anyam akaba nka maka ifi ndi nine namanyem.
8 Puanù n'irum, unu nine ndi nalu ajọ ọlu ;
Makana Jehofa anugo onu akwam.
9 Jehofa anugo ayiyọm ;
Jehofa ganalu ekpelum.
10 Ifele geme ndi-ilom nine, agesogbu fa agadaga azi :
Fa gecigha azu, ifele geme fa na ntumade.

7 *Ṣigaion Defid, nke ọbunyelu Jehofa, maka okwu-ga nke Kuṣ onye Benjamin.*

1 Jehofa Cuku nkem, Ngi ka mgbabalu nime :
Zọputam n'aka ndi nine nacum, naputa-azim.
2 Maka ọtabelisie nkpulu-obim dika agaba,
Nadọkali ya, ebe onye nnaputa adirọ.
3 Jehofa Cuku nkem, ọbuluna emegom nka ;
Ọbuluna ajọ omume di n'akam ;
4 Ọbuluna enyecighagom onye mu na ya di na ndokwa ajọ ife ;

Digitized by Google

(Eye, azọputagom ya bu onye ife ọbuna nakpataro ibu onye namanyem :)
5 Ka onye-ilo cuba nkpulu-obim, ka okwudo azi ya ;
Eye, ka ọzọda ndum ukwu n'ani,
Tọgbọ azi otutom n'etum. [Sela.
6 Jehofa, welu iwe-I binie,
Bunie Onwei imedide iwe ndi namanyem :
Tetalum ; Itigolu ikpe iwu.
7 Ka ìgwè ndi afu-ga kwurube azi I okilikili :
N'ebe Inọ n'isi-fa cigha n'enu.
8 Jehofa neke ikpe enye ndi afu-ga :
Kpem, Jehofa, dika ezi omumem, ya na ka obi zulu oke *nke di* nimem si di.
9 Biko me ka ajọ ife nke ndi ajọ madu nwe isi-njedebe, ma me ka ndi ezi omume kwusie ike :
Makana ezi Cuku nanwa obi na akulu-ga.
10 Ọtam di n'aka Cuku,
Onye nazọputa ndi nwelu obi kwu ọtọ.
11 Cuku bu ezi onye ikpe,
Eye, Ọbu Cuku Nke newe nuku iwe kwada.
12 Ọbuluna madu ecigharọ azu, Ọgamu nmà-Ya ka ọdi nkọ ;
Ọkwabago uta-Ya, kwadebe igbanu.
13 Odozigo-azi-li ya ife ọnwu-ga ;
Ọmelu ufele-Ya ka fa di ọku.
14 Ne, ime ajọ ọlu neme ya ;
Eye, ọtugo ime ife ilu-aru, ọmuputago okwu asi.
15 Ọtugo ónùnù, gwue ya,
Ọdabago n'ékpè afu ogwulu.
16 Ife-ilu-aru-ya gecigha n'isi onweya,
Ife-ike-ya gadakwasi n'etiti isi onweya azi.

Digitized by Google

17 Agamekene Jehofa ekene ka ezi omume-Ya si di :
Agamabuku Afa Jehofa Nke Kasi Enu abuọma.

8 *Ọdili Onye-isi Abu; emelu ka ọdabanye na Gitit. Abu-ọma Defid.*

1 Jehofa, Dinwenu-ayi,
Nekene ka afa-I si kacasi nma n'uwa nine !
Ngi Onye tinyegolu nsọpulu-I n'enu-igwe-ga.
2 Isigo n'ọnu umu-aka na umu nala ala tọ ike,
Maka ndi namanye I,
Ka Iweme ka onye-ilo na onye nabọ ọbọ delu du.
3 Mgbe mnekwasili enu-igwe-I-ga anya, ọlu nkpisi-aka-I-ga,
Ọnwa na kpakpando-ga, nke Idozigolu ;
4 Gini ka madu bu, nke Ineceta ya ?
Na nwa nke madu, nke Ineneta ya ?
5 Imego ya ka Cuku ka ya sọ nwantinti,
Iji otuto na ebube kpube ya n'isi.
6 Imelu ya ka ọnaci ọlu aka-I-ga ;
Itinyesili ife nine n'okpulu ukwu-ya :
7 Atulu na efi nine,
Eye, anu ọfia-ga azi ;
8 Nnunu nke ígwé, na azù nke orimili nnu,
Ife ọbuna nagafe n'ọkpu-uzọ nke orimili nnu-ga.
9 Jehofa, Dinwenu-ayi,
Nekene ka afa-I si kacasi nma n'uwa nine !

9 *Ọdili Onye-isi Abu ; emelu ka ọdabanye na Mut-laben. Abu-ọma Defid.*

1 Agameji obim nine wekene Jehofa ;
Agamegosi ọlu iti-nkpu-I nine.

Google

2 Agamañuli añuli welu I nanya isi :
Agamabuku afa-I abu-ọma, Ngi Onye Kasi Enu.
3 Mgbe ndi-ilom cighalu azu,
Fa sọ ngọngọ na n'iyi n'iru I.
4 Makana Ikpegolum ikpe kwu okwu-ikpem ;
Inọlu n'ukpo nekpe ikpe n'ezi omume.
5 Ibagolu mba-ga nba, Igbusisigo ndi ajọ madu,
Ificapugo afa-fa ebe-ebe ebe-ebe.
6 Ndi-ilo elugo n'isi-njedebe, fa di ka ani kwu nkiti ọkpu ;
Obodo-ga nke Iropugolu,
Ọbunadu ife-nceta-fa anago n'iyi.
7 Ma Jehofa nọ ani *ka eze* ebe-ebe :
Ọmego ka ukpo-Ya kwusie ike maka ikpe.
8 Yanwa gekpe ani nine ikpe n'ezi omume,
Ogeji ikpe kwu ọtọ wekelu ndi *nine n'uwa* okwu.
9 Jehofa gabu-azi-li ndi anemegbu unọ-enu,
Unọ-enu n'ọge nmanye ;
10 Ndi ma-azi-li afa-I gecekwube I ;
Makana Ngi, Jehofa, arapurọ ndi nacọ I.
11 Bukuenu Jehofa abu-ọma, bú Onye bi na Zaiọn :
Kọsanu omume-Ya-ga n'etiti ndi *nine n'uwa.*
12 Makana Onye naju ase ọbala *ndi egbulu egbu* neceta fa :
Ọdecezọ ákwá nke ndi anebuda ebuda.
13 Jehofa, meluın ebele ;
Nekwasi nbuda anebudam n'aka ndi kpọlum asi :
Ngi Onye nebunim enu n'ọnu-uzọ-ga nke ọnwu ;
14 Ka mwegosi otuto-I nine :
N'ọnu-uzọ-ga nke ada Zaiọn,
Agamegoli ngoli na nzọputa-I.

Digitized by Google

15 Mba-ga emigo n'onunu fa gwulu :
Ukwu onwefa malu n'ọnya fa gbalu na nzuzo.
16 Jehofa emego ka amalu ya, Ọmego ife Ọkpelu n'ikpe :
Anwudelu ajọ madu n'ọlu aka onweya.
[Higaion. Sela.
17 Ndi ajọ madu gecigha na Ṣeol,
Ọbunadu mba nine ndi necezọ Cuku.
18 Makana amecezọ ọgbenya ọkpu,
Nke Itu-anya ndi anebuda ebuda gana n'iyi ọkpu.
19 Binie, Jehofa ; ekwena ka madu di ike :
Ka ekpe mba-ga ikpe n'iru I.
20 Jehofa, me ka fa tuba egwu :
Me ka mba-ga malu onwefa na fa bu sọ madu.
[Sela.

10 1 Jehofa, gini kpatalu Iji kwute aka ?
Gini kpatalu Iji zobe Onwei n'ọge nmanye-ga ?
2 Na ngala ajọ madu anacu onye ebudalu ebuda ike ike ;
Anwudelu fa n'ajọ izuzu-ga fa zugolu.
3 Makana ajọ madu nanya isi n'ọcicọ nke obiya,
Nagọzi azi onye npum, *eye*, ọneneni Jehofa.
4 Ajọ madu, na ngala nke iru-ya, *si*, Ọmaju ase *ya*.
Ilolo-ya nine bu, *na* Cuku ọbuna adirọ.
5 Uzọ-ya-ga sili ike n'ọge nine ;
Ikpe-I te-ga-lu aka enu n'ebe anya-ya manelu :
Ma ndi nine namanye ya, ọneneni fa.
Onekwu n'obi-ya, Ọnwerọ ka ageropum :

Mmekwudo ajọ ife genyena ndudugandu nine.
7 Ọnu-ya juputalu na nkọca na aghughọ na nkpagbu :
Ife ilu-aru na ajọ ọlu di n'okpulu ile-ya.
8 Ọnanọ ani n'ebe ice-anwu nke ọgbe-ga :
N'ebe di-ga nzuzo ka onegbu ndi nemerọ ajọ ife :
Onenyo onye nọ na nkpa.
9 Ọcelu anwu n'ebe nzuzo dika agaba n'ugbò-ya :
Ọcelu anwu ka ọnwude ọgbenya :
Ọnanwude ọgbenya, mgbe ọnadọlu ya n'ife-ntufi-ya.
10 Ọnwukọbalu onweya, runata ani,
Ndi nọ na nkpa dalu n'ani n'aka ndi-ya di ike.
11 Onekwu n' obi-ya, Cuku ecezọgo :
Onezobe iru-Ya ; Ọmafunuta ya.
12 Jehofa, binie ; Cuku, wenita aka-I :
Ecezọna ndi anebuda ebuda.
13 Gini kpatalu ajọ madu ji eneni Cuku,
Nekwu azi n'obi-ya, *ña* Imaju ase ya ?
14 Ifugo *ya ;* makana Nginwa nenedo ife ilu-aru na ife nwuta anya, iwelu ya n'aka-I :
Onye nọ na nkpa nyelu *onweya* n'aka-I ;
Nginwa nenyelu onye nenwerọ nna aka.
15 Tijie aka ajọ madu ;
Ma onye neme ajọ ife, *mgbe Iji* ju ase ajọ ife-ya Imafu nca.
16 Jehofa bu Eze ebe-ebe ebe-ebe :
Mba-ga anago n'iyi pua n'ani-Ya.
17 Jehofa, Inugo ọcicọ nke ndi anebuda ebuda :
Igeme ka obi-fa kwusie ike, Igaña nti :

18 Ikpelu ndi nenwerọ nna na ndi anemegbu ikpe,
Ka madu nke si n'ani puta ghalu idinwozi itulu egwu.

Ọdili Onye-isi Abu. Abu-ọma Defid.

11 1 Ọbu na Jehofa ka mgbabalu :
Kedu ka unu si gwa nkpulu-obim,
Fego n'ugwu-unu dika nnunu ?
2 Makana, ne, ndi ajọ madu akwabago uta,
Fa dọlu ufele-fa n'udọ,
Ka fa wewelu ọcici gba ndi obi-fa kwu ọtọ.
3 Ọbuluna etikpọ ntọ-ani-ga,
Gini ka onye ezi omume geme ?
4 Jehofa bi n'unọ nsọ Ya,
Jehofa, ukpo-Ya di n'enu-igwe ;
Anya-Ya nekili, nbubolu-anya-Ya nanwa, umu nke madu.
5 Jehofa nanwa onye ezi omume :
Ma ajọ madu na onye fulu ife-ike n'anya ka nkpulu-obi-Ya nakpọ asi.
6 Ọgagbasa ọnyà-ga n'isi ndi ajọ madu dika mili ozuzo ;
Ọku na brimston na ikuku ọku gabu òkè nke iko-fa.
7 Makana Jehofa bu Onye ezi omume ; Ọnafu ezi omume n'anya :
Onye kwu ọtọ gekili iru-Ya.

12 *Ọdili Onye-isi Abu ; emelu ka odabanye na Seminit. Abu-ọma Defid.*

1 Nye aka, Jehofa ; makana ọnwerọ onye afọ-ọma fodulunu ;

Digitized by Google

Makana ndi kwesili ncekwube agwu n'etiti
umu nke madu.
2 Fa nine nekwu ife neloro elo nagwalita madu
ibe-fa :
Welu egbugbele-ọnu nlafu, na obi nabọ,
nekwu okwu.
3 Jehofa gebepu egbugbele-ọnu nine nalafu
nlafu,
Ile nke nekwu nuku ife-ga :
4 Ndi kwugolu, *si*, Ile-ayi ka ayi geji meli;
Egbugbele-ọnu-ayi bu-ga nke ayinwa : onye
bu dinwenu-ayi ?
5 Maka nkwali umu-ọgbenya, maka údè ndi
nkpa,
Kita ka Mgebini, ka Jehofa kwulu;
Agamedebe ya na nzọputa *bú* onye fa neneni.
6 Okwu Jehofa bu-ga ezigbo okwu;
Dika ọna-ọca anwagolu n'ọku n'ani,
Anucalu ugbolo isa.
7 Jehofa, Nginwa gedebe fa,
Igecebe fa *ka fa pua* n'aka ndudugandu nka
ebe-ebe.
8 Ndi ajọ madu nagarube n'ebe nine,
Mgbe anebuni ife jọgbulu onweya enu n'etiti
umu nke madu.

13 *Ọdili Onye-isi Abu. Abu-ọma Defid.*

1 Jehofa, ọge one ka Igecezọm ọkpu ?
Ọge one ka Igezonarilim iru-I ?
2 Ọge one ka mganara alo na nkpulu-obim,
Neru uru n'obim ogonogo ubọsi nine ?
Ọge one ka aganebuni onye-ilom ka ọkam ?
3 Jehofa Cuku nkem, nedom anya zam :
Nye anyam ìfè, maka mu alaru *ula* ọnwu;

Digitized by Google

4 Maka onye-ilom asi, Emeligom ya;
Maka ndi namanyem egolibe mgbe eropulum
5 Ma ecekwubegom afọ-ọma-I;
Obim gegoli na nzọputa-I:
6 Munwa gabunye Jehofa abù,
Makana Ọmegolum agadaga ọgọ.

14 *Ọdili Onye-isi Abu. Nke Defid.*

1 Onye nsọkwu ekwugo n'obi-ya, *si*: Cuku ọbuna adiro.
Fa ebibisigo, fa emego omume alu-ga;
Ọnwero ofu efu neme ezi ife.
2 Jehofa si n'enu-igwe nekwasi umu madu anya,
Ka Ọwefu ma ọnwelu onye ọbuna malu ife,
Onye naco Cuku.
3 Fa nine ejefiesigo; fa nca gbalulu agbalu n'ofu;
Ọnwero onye ọbuna neme ezi ife, mba, ọnwero ofu efu nca.
4 Ndi nine nalu ajọ ọlu amaro ife ka?
Ndi nelicapu ndi nkem *ka fa si* eli nni,
Ndi nadakpọku Jehofa azi.
5 N'ebe afu ka agadaga egwu tulu fa,
Makana Cuku nọ n'etiti ndudugandu onye ezi omume.
6 Unu neme ka alo onye ebudalu ebuda bulu ife ifele,
Ma Jehofa bu ebe-ngbaba-ya.
7 Ifugo ife nzọputa nke Israel gesi na Zaiọn puta!
Mgbe Jehofa ji cicigha ndi-Ya adọlu n'agha,

Digitized by Google

Mgbe afu ka Jekob gegoli, Israel gaṅuli *azi* aṅuli.

Abu-ọma Defid.

15 1 Jehofa, onye ganwu ula n'ikwu-I?
Onye gebi n'ugwu-I di nsọ?
2 Onye neje ekelesu, neme ezi omume,
Nekwu azi ezi-okwu n'obi-ya.
3 *Onye* nadeji ile-ya ekpe ìkpè,
Nke ọneme madu-ibe-ya ajọ ife,
Nke oneso akpali agbata-obi-ya.
4 N'anya-ya onye ajulu aju bu onye-nneni;
Ma ọnasọpulu ndi natulu Jehofa egwu.
Onye naṅu iyi ife gemelu *ya* aru, nadagha agha.
5 *Onye* nadezinye ego-ya ka ọwenalu uma,
Nke oneli ngo emedide onye nemerọ ajọ ife.
Ameropu onye neme ife ndia ebe-ebe.

Miktam Defid.

16 1 Cebem, Cuku: makana ọbu na Ngi ka mgbabalu.
2 Agwagom Jehofa, Nginwa bu Dinwenum:
Ọnwerọ ezi ife mnwelu kalili I.
3 Ma ndi nsọ ndi nọ n'uwa,
Ndi afu bu ndi kacasi nma ndi ife-fa sọcasilim nca.
4 Ageme ka ife-ga nke negbu fa bawanye uba
bú ndi neji *Jehofa* aghalu *ife* ọzọ:
Ajà ife-ọlila-fa-ga nke ọbala ka mmanerupu,
Nke mnebu afa-fa n'egbugbele-ọnum.
5 Jehofa bu òkè nke ùkwùm na nke ikom:
Ngi nedebe ife lulum.
6 Ebe esìnyelum di-ga n'ebe sọlu usọ;

Digitized by Google

Eye, enwelum ọmalica ùkwù.
7 Agamagọzi Jehofa, Onye ranyegolum alo :
Eye, akulum-ga nadọm nti n'ucici-ga.
8 Edebegom Jehofa n'irum mgbe nine :
Makana Ọnọ n'aka-nnim, ameropum.
9 Nya kpatalu obim ji aṅuli aṅuli, otutom azi negoli ngoli :
Arum azi gebi nime ncekwube.
10 Makana Imarapu nkpulu-obim nye Ṣeol ;
Nke Inekwe ka onye afọ-ọma nke I kwudo nbibi.
11 Igegosim ọkpu-uzọ ndu :
N'iru I ka aṅuli julu eju ;
N'aka-nni-I ka ife usọ di-ga ebe-ebe.

17 *Ekpelu Defid.*

1 Jehofa, nulu ezi omume, ṅa nti abùm ;
Ge nti n'ekpelum, nke nesirọ n'egbugbeleọnu aghughọ puta.
2 Ka ikpem si n'iru I puta ;
Ka anya-I kilie ife kwu ọtọ.
3 Inwago obim ; Inetagom n'ucici ;
Inucagom, Ifurọzi ife ọbuna ;
Ezubelum na ọnum amekwufie.
4 Ma ọlu madu-ga, sitena okwu egbugbeleọnu-I ;
Munwa edebego onwem pua n'uzọ onye npum-ga.
5 Ije-ukwum akwusigo ike n'ọkpu-uzọ-I-ga,
Ukwum agbucapurọ.
6 Cuku, akpọkugom I, makana Igazam :
Tọ nti-I n'ebe mnọ, nulu *azi* okwu-ọnum.
7 Me ka-afọ-ọma-I di iti-nkpu, Ngi Onye ji aka-nni-I azọputa ndi gbabalu *nime I*

N'aka ndi nebini *imedide fa,*
8 Debem ka *madu gesi debe* nwantanta anya-*ya,*
Zobem n'okpulu ndo nku-I-ga,
9 N'aka ndi ajọ madu ndi nemebim,
Bú ndi-ilo nkpulu-obim, ndi nọrubelum.
10 Fa ji abuba kpudo onwefa:
Nekwu okwu ngala n'ọnu-fa.
11 Fa nagarube ayi n'ije-ukwu-ayi ka-ọdi-nwọ:
Fa tọlu anya-fa ikwatu *ayi* n'ani.
12 Ọdi ka agaba nacọsi ike idoli anu,
Dika nwa-okolọbia agaba nke nọ n'ebe di-ga nzuzo.
13 Jehofa, binie,
Ce ya n'iru, kwatue ya n'ani:
Welu nma-agha-I me ka nkpulu-obim gbapu n'aka ajọ madu;
14 N'aka madu, sitena aka-I, Jehofa,
N'aka ndi ọge a: ndi òkè-fa bu na ndu *nka,*
Ndi Inyejulu àkù-I afọ azi:
Afọ julu fa n'umu,
Fa rapulu umu-aka-fa ife-fa fọdulunu.
15 Ma munwa, agamekili iru-I n'ezi omume:
Udi-I gejum afọ, mgbe mtetalu.

18 *Ọdili Onye-isi Abu. Nke Defid odibo Jehofa, onye gwalu Jehofa okwu abù a n'ubọsi Jehofa naputalu ya n'aka ndi-ilo-ya nine, na aka Sọl: ọwesi,*

1 Anamafu I n'anya, Jehofa, ikem.
2 Jehofa bu nuku nkpumam, na igam, na Onye nzọputam;
Cuku nkem, nkpumam sili ike, agamagbaba nime Ya;
Ọtam, na mpi nke nzọputam, unọ-enum.
3 Agamakpọku Jehofa, onye kwesili ka eto Ya:

Ewesi nǫfu zǫputam n'aka ndi-ilom nine.
4 Udǫ ǫnwu gerube-ga-lum,
Ǫtutu ndi julu Cuku yilim egwu.
5 Udǫ Ṣeol gerube-ga-lum:
Ǫnyà-ga nke ǫnwu celum iru.
6 Na nkpam akpǫkulum Jehofa,.
Akwaku-azi-lim Cuku nkem:
Osi n'unǫ-Ya wenu onum,
Akwám n'iru-Ya azi lulu na nti-Ya.
7 Mgbe afu eropulu ani ǫmarube azi,
Ewepulu ntǫ-ani ugwu-ga
Anakwaghali fa azi, makana Okolu ǫnuma.
8 Anwulu si n' imi-Ya kwugo,
Ǫku nke si n'ǫnu-Ya puta lelu:
Eji ya funwu ǫku n'iceku.
9 Orube-azi-li enu-igwe-ga, zidata;
Oke ǫcici dili n'okpulu ukwu-Ya.
10 Cerub nebu azi Ya, Ǫwefelu:
Eye, Ǫfelu ǫsisǫ n'enu nkù ikuku-ga.
11 Ǫmelu ǫcici ka ǫbulu ebe-nzuzo-Ya, ikwu-Ya dirubelu Ya;
Oke ngbaci nke mili-ga, nuku igwe-oji-ga nke enu-igwe.
12 N'onwunwu n'iru Ya nuku igwe-oji-Ya gafe-galu,
Aku-mili-igwe-ga na iceku-ǫku.
13 Jehofa nama akpala n'enu-igwe azi,
Onye Kasi enu weme ka anu onu-Ya;
Aku-mili-igwe-ga na iceku-ǫku.
14 Ǫgbalu ufele-Ya-ga, wecusa fa;
Eye, imelime àmùmà, wemelie fa.
15 Mgbe afu ǫmu-ani orimili puta-ga-lu,
Ntǫ-ani-ga nke ani nine azi ka agbabalu ǫtǫ,
Na nba-I, Jehofa,

Digitized by Google

Na nuku ikuku nke ume nke imi-I.
16 Ositalu n'enu zita, Ọkpọlum;
Ọdọputalum n'imelime mili.
17 Ọnaputalum n'aka onye-ilom sili ike,
Ya na n'aka ndi kpọlum asì, makana fa kalilim ike.
18 Fa celum iru n'ubọsi nuku afufum:
Ma Jehofa bu ndabebem.
19 Oduputalum dubam n'ebe folu iru azi;
Ọzọputalum, makana ifem sọlu Ya.
20 Jehofa enyecighagom ka ezi omumem si di;
Ọmekwulugom ka akam si di ọca.
21 Makana edebegom uzọ Jehofa-ga,
Agbanarirọm Cuku nkem n'ife ọjọ.
22 Makana ikpe-Ya nine di-ga-li n'irum,
Aturukarọm ukpulu-Ya-ga n'usọ azi n'ebe mnọ.
23 Ezu-azi-lim oke n'ebe Ọnọ,
Edebegom onwem ka mghalu ime ajọ omumem.
24 Nyabuna Jehofa emekwulugom ka ezi omumem si di,
Ka akam si di ọca n'anya-Ya.
25 N'ebe onye afọ-ọma nọ Igegosi na Ibu Onye afọ-ọma;
N'ebe onye zulu oke nọ Igegosi na Izulu oke;
26 N'ebe onye di ọca nọ Igegosi na Idi ọca;
N'ebe onye neso uzọ ngiligọ nọ Igegosi na Ibu Onye neso azi uzọ ngiligọ.
27 Makana Igazọputa ndi anebuda;
Ma ndi nebuni iru Igebuda.
28 Makana Ngi gamunye ukpem:
Jehofa Cuku nkem gamunye ìfè n'ọcici nkem.

Digitized by Google

29 Makana sitena Ngi ka mji waku usu ndi agha;
Site azi na Cuku nkem ka mji mafe aja-odudo.
30 Ma Cuku, uzọ-Ya zulu oke:
Anwalu okwu Jehofa;
Ọbulu ndi nine gbabalu nime Ya ọta.
31 Makana onye bu Cuku, belu sọ Jehofa?
Onye bu azi nkpuma, belu sọ Cuku-ayi?
32 Cuku afu nke neyibem ike,
Me azi ka uzọm zue oke.
33 Ọmelu ka ukwum di-ga ka *ukwu* nwunye ene:
Me ka mkwulu azi n'ebe nkem di-ga enu.
34 Ọnakuzi akam ibu agha;
Nyabuna ọgwe-akam pulu ikwe uta ọna.
35 Inyego-azim ọta nke nzọputa-I:
Aka-nni-I azi akwadogom,
Ume-ani-I azi ebugom.
36 Ikwago uzọ maka ije-ukwum n'okpulum,
Ukwum azi agbucapurọ.
37 Agamacu ndi-ilom ọsọ, kwudo fa:
Mmecigha azi azu genyena mgbe egbusisili fa nca.
38 Agametitu fa ka fa ghalu inwe ike ibini ọzọ:
Fa gada n'okpulu ukwum.
39 Makana Iji ike yibem maka agha:
Imego ka ndi binili imedidem rube isi n'okpulum.
40 Imego azi ka ndi-ilom gbakutam azu-fa,
Ka mwebepu ndi kpọlum asì.
41 Fa kpọlu nkpu, ma ọnwerọ onye ọbuna zọputalu fa:
Ọbunadu na Jehofa, ma Ọzarọ fa.

Digitized by Google

42 Mgbe afu egwelum fa dika etum n'iru ikuku:
Ekpofulum fa dika ùlù n'ilo-ga.
43 Imego ka mgbanari ọgù ndi afu;
Imegom isi mba-ga:
Ndi mnamarọ gefem nru.
44 Fa nura makam fa ganu okwum:
Umu ani madu gerunatalum isi onwefa.
45 Umu ani madu ganwapu anwapu,
Fa gesi n'ebe fa gwulu iga welu aru-ima-nni webia.
46 Jehofa di ndu; ngọzi dili nkpumam azi;
Ka ebunie Cuku nke nzọputam enu:
47 Ọbunadu Cuku Nke nabọlum ọbọ,
Neme azi ka ndi ọzọ-ga nerube isi n'okpulum.
48 Ọmelu ka mgbanari ndi-ilom:
Eye, Ngi bunilim enu ka mka ndi binili imedidem:
Inanaputam n'aka nwoke neme ife-ike.
49 Maka ifi nka, Jehofa, agamekene I n'etiti mba-ga,
Agamabuku azi afa-I abu-ọma.
50 Ọnenye eze-Ya nuku nzọputa-ga;
Onegosi azi afọ-ọma nye onye Ọtelu ude,
Nye Defid na nkpulu-Ya, ebe-ebe.

19

Ọdili Onye-isi Abu. Abu-ọma Defid.

1 Enu-igwe nakọ-ga otuto Cuku;
Mbala-igwe negosi ọlu aka-Ya.
2 Ubọsi na ubọsi nekwuputa okwu-ọnu-fa,
Ucici na ucici nakuzi ife ọmuma.
3 Ọnwerọ okwu-ọnu ọbuna maọbu okwu ọbuna;
Apurọ inu onu-fa.
4 Udọ-isi-ani-fa ejezugo n'uwa nine,

Google

Okwu-fa azi genyena ebe ani nine jedebelu.
Nime fa ka Ọdebegolu ikwu maka anya-anwu,
5 Nke di ka onye nulu nwunye ọfu si esi n'ime-unọ-ya aputa,
Negoli azi dika nwoke sili ike n'igbaso uzọ-ya.
6 Osi n'ofu njedebe enu-igwe weniri,
Wegarube genyena njedebe-ya nke ọzọ-ga:
Ọnwerọ ife ọbuna zonarili okpomọku-ya.

7 Iwu Jehofa zulu oke, newecigha nkpulu-obi:
Ife-ama Jehofa kwesili ncekwube, neme ka onye nenwerọ uce malu ife.
8 Ife Jehofa tọlu atọ kwu-ga ọtọ, neme ka obi nañuli añuli:
Ife Jehofa tili n'iwu di ọca, nenye anya ìfè.
9 Egwù Jehofa nenwu unwu, nakwudide ọkpu:
Ikpe Jehofa bu-ga ezi *ikpe*, bulusia ezi omume nca.
10 Ife ndia kwesili icọsi ike kama ọna-edo, eye, kama ọtutu ọna-edo malu nma:
Fa sọkalili manu-anwu na akpaka-anwu.
11 Tinyekwue ọbu nime fa ka anadọ odibo-I nti:
Agadaga ine-ọlu nadi n'idebe fa.
12 Onye pulu ighọta nmefie-*ya*-ga?
Me ka mpua na *njọ* nzuzom-ga.
13 Napu azi odibo-I na *njọ* ngala-ga;
Ka fa ghalu icim: mgbe afu agamezu oke,
Agamapu azi na nuku njefie.
14 Ka okwu ọnum-ga na ilolo obim bulu ife gasọ usọ n'iru I,
15 Jehofa, nkpumam, na Onye-ngbaputam

Digitized by Google

20 *Ọdili Onye-isi Abu. Abu-ọma Defid.*

1 Ka Jehofa za i n'ubọsi nkpa;
Ka afa Cuku nke Jekọb debe i n'ebe di enu;
2 Zitalu i inye-aka sitena ebe nsọ,
Si azi na Zaiọn kwado i;
3 Ka Ọceta àjà-*nni*-i nine,
Nalu àjà-nsule-i; [Sela.
4 Ka Ọnye i ife obi-i nacọ,
Mezue azi alo-i nine.
5 Ayi gabu abù ngoli na nzọputa-I,
N'afa Cuku-ayi ayi gakwuni ọkọlọtọ-ayi azi:
Ka Jehofa mezue ayiyọ-i nine.
6 Kita ka mmalu na Jehofa nazọputa onye Ọtelu ude;
Ọgeji ike nke nzọputa nke aka-nni-Ya
Weza ya sitena enu-igwe-Ya di nsọ.
7 Ufọdu *cekwubelu* ugbọ-ani, ufọdu azi anyi-nya:
Ma ayinwa ganefota Afa Jehofa Cuku-ayi.
8 Emego ka fanwa rube isi fa adago n'ani azi:
Ma ayinwa ebinigo, ayi kwulu azi ọtọ.
9 Jehofa, zọputa:
Ka Eze za ayi mgbe ayi kpọlu nkpu.

21 *Ọdili Onye-isi Abu. Abu-ọma Defid.*

1 Eze gañuli n'ike-I, Jehofa;
Na nzọputa-I lokene ka ogesi golika ngoli azi!
2 Inyego ya ife obi-ya nacọ,
Izọdorọ ife egbugbele-ọnu-ya yọ-azi-li. [Se

Digitized by Google

3 Makana Ibialu gezuta ya na ngọzi nke ezi ife-ga:
Ikpubelu ya okpu ezi ọna-edo n'isi-ya.
4 Ọyọlu ndu n'aka-I, Inye ya;
Ọbunadu ogonogo ọge ebe-ebe ebe-ebe.
5 Ọtuto-ya nime nzọputa-I di nuku,
Nsọpulu na ebube ka Itukwasili ya.
6 Makana Ineme ya ka ọbulu ngọzi-ga ọkpu:
Ineme ka obi sọ ya usọ n'aṅuli n'iru I.
7 Makana Eze necekwube Jehofa,
Ameropu ya site azi n'afọ-ọma Onye Kasi Enu.
8 Aka-I gacọputa ndi-ilo-I nine:
Aka-nni-I gacọputa ndi kpọlu I asi.
9 Igeme fa ka fa di ka obo ọku mgbe Igosili iru-I.
Jehofa genocasi fa n'iwe-Ya,
Ọku geleli azi fa.
10 Igegbusisi nkpulu-fa n'uwa,
Nkpulu-fa azi n'etiti umu madu.
11 Makana fa zubelu ajọ ife medide I:
Fa zulu izuzu, nke fa napurọ imenu.
12 Makana Igeme ka fa gbaku azu-fa,
Igekwezi uta-I imedide fa n'iru.
13 Ka ebunie I, Jehofa, n'ike-I:
Ayi gesi nọfu nabu abù nabuku odogu Ibu abu-ọma.

22

Ọdili Onye-isi Abu; emelu ka ọdabanye n'Aijelet haṣ-Ṣaha. Abu-ọma Defid.

1 Cuku nkem, Cuku nkem, gini kpatalu Iji rapum?
*Gini kpatalu Iji no*te aka n'izọputam, *ya na* okwu-ga nke nuku isu-udem?

2 Cuku nkem, anamakpǫ nkpu n'efifie, ma Izarǫm ;
Nakpǫ azi n'ucici, adamedelu du.
3 Ma Nginwa di nsǫ,
Ngi onye nanǫkwasi n'otuto-ga nke Israel.
4 Nna-ayi-fà cekwubelu I :
Fa cekwubelu, Iweme ka fa gbapu.
5 Fa kwakulu I, wegbapu :
Fa cekwubelu I, ifele emerǫ fa azi.
6 Ma munwa bu idide, aburǫm madu ;
Abum ife nkpali madu, eneni-azi-lim sitena aka ndi afu.
7 Ndi nine fulum nemem akaje :
Fa namam ǫsǫ́, fa ferube isi, *nasi*,
8 Ralu *Onwei* nye n'aka Jehofa ; ka Ǫme ka ǫgbapu :
Ka Ǫzǫputa ya, ebe ife-ya sǫlu Ya.
9 Ma ǫbu Nginwa weputalum n'afǫ :
Imelu ka mcekwube *ka mnǫ* n'ala nnem.
10 Atudidelum na Ngi sitena akpa-nwa :
Nginwa bu Cuku nkem sitena afǫ nnem.
11 Anǫtena aka n'ebe mnǫ ; makana afufu di nso ;
Makana ǫnwerǫ onye ǫbuna inyelum aka.
12 Imelime oke efi nǫrubelum :
Oke efi Beṣan nke si-ga-lu ike nǫrubelum okilikili.
13 Fa sa ǫnu-fa *inom*,
Dika agaba nadǫli anu nagbǫ azi uja.
14 Anerufum ka mili,
Ǫkpukpum pusili na nkwo-nkwo :
Obim di ka manu ;
Ǫgbazelu n'etiti afǫm.
15 Umem kpǫsili nku dika ibelibe-eju ;
Ilem nyakudolu n'agbam ;

Digitized by Google

Iwetago-azim nime etum nke ọnwu.
16 Makana nkita kwurube-ga-lum:
Nzukọ ndi neme ajọ ife nọrubelum;
Fa kpọdolu akam nabọ na ukwum nabọ.
17 Apulum igu ọkpukpum nine ọnu;
Fanwa nenedo-azim anya n'iru:
18 Fa neke afem-ga n'etiti fa,
Fa fe nza *onye genwe* otogbom.
19 Ma Ngi, Jehofa, anọtekwanam aka:
Ngi Onye nedum aka, me ngwa genyelum aka.
20 Naputa nkpulu-obim na nmà;
Sọ ofu nkpulu-obim n'aka nkita.
21 Zọputam n'ọnu agaba;
Eye, sitena mpi-ga nke atu Izagom.

22 Agamakọlu umu-nnam afa-I:
Agameto I n'etiti nzukọ.
23 Unu ndi natu egwu Jehofa, tobenu Ya;
Unu nine bú nkpulu Jekọb, nyenu Ya otuto;
Jọbalunu Ya ujọ azi, unu umu Israel nine.
24 Makana Ọneniro nke Ọnagunye nbuda nke onye anebuda n'ife alu;
Onezonari ya iru-Ya azi;
Ma mgbe ọkpọkulu Ya, Ọnu *onu-ya*.
25 Otutom si n'aka-I biana nime nuku nzukọ:
Agameme nkwam di-ga nsọ n'iru ndi natulu Ya egwu.
26 Ndi ebudalu ebuda geli afọ eju azi fa:
Ndi nacọ Jehofa geto Ya:
Ka obi-unu di ndu ọkpu.
27 Ebe nine uwa jedebelu geceta cighakute azi Jehofa:

Digitized by Google

Ezi-na-unọ nine nke mba-ga gesekpulu n'iru I.
28 Makana ani-eze bu nke Jehofa:
Ọbu Ya azi bu Onye naci mba-ga.
29 Ndi nine malu abuba n'uwa geli gesekpulu azi:
Ndi nine zidakọ n'etum gesekpulu n'iru Ya,
Ọbunadu onye napurọ ime ka nkpulu-obi-ya dilili ndu.
30 Ofu nkpulu gefe Ya;
Agakọlu ya ndudugandu *sonu* maka Dinwe-nu-ayi.
31 Fa gabia gakọ azi ezi omume-Ya
Gwa ofu ndi agamu n'iru, na Ọmego ya.

23

Abu-ọma Defid.

1 Jehofa bu Onye nazum *dika atulu;* ife ọbuna amakpam nkpa.
2 Ọnemem ka mdina ani n'afifia ndu:
Onedugam nwayọ n'ikpele mili-iyi nke izulu-ike.
3 Ọnewecigha nkpulu-obim:
Onedum n'ọkpu-uzọ-ga nke ezi omume maka ifi afa-Ya.
4 Eye, ọbu ezie na anamagafe ngbulugudu onyi-nyo ọnwu,
Mmatulu ajọ ife ọbuna egwu; makana Inọnyelum:
Ndele-I na ọkpọsi-I, fanwa natasim obi.
5 Inedozi ife olili n'irum n'anya ndi namanyem:
Itegom ude n'isi; ikom julu n'ọnu.
6 Ezie ezi ife na afọ-ọma ganesom n'ubọsi ndum nine:
Agamebi azi n'unọ Jehofa mgbe nine.

Google

Abu-ǫma Defid.

24 1 Jehofa nwe uwa, na ife julu ya;
Ani nine, na ndi bi nime fa.
2 Makana Qtǫgo ya n'enu orimili nnu-ga,
Qmelu ka ǫkwusie ike n'enu orimili-ga.
3 Onye garǫgo n'ugwu Jehofa?
Onye gakwu azi nime ebe nke Ya di nsǫ?
4 Onye nwelu aka di-ga unwu, na obi ǫca;
Onye nebuninuro nkpulu-obi-ya nye ife neloro elo;
Nke ǫnaṅu iyi aghughǫ.
5 Qganata ngǫzi n'aka Jehofa,
Na ezi omume n'aka Cuku nke nzǫputa-ya.
6 Nka bu ndudugandu nke ndi nacǫ Ya,
Ndi nacǫ iru-I, Ngi *Cuku nke* Jekob. [Sela.

7 Bunienu isi-unu, unu ǫnu-uzǫ-ilo;
Ka ebunie unu, unu ǫnu-uzǫ ebe-ebe:
Na Eze otuto gabata nime.
8 Onye bu Eze otuto nka?
Jehofa Nke di ike bu azi odogu,
Jehofa bú odogu n'agha.
9 Bunienu isi-unu, unu ǫnu-uzǫ-ilo;
Eye, bunienu fa, unu ǫnu-uzǫ ebe-ebe:
Na Eze otuto gabata nime.
10 Onye bu Eze otuto nka?
Jehofa nke usu *ndi agha*,
Yanwa bu Eze otuto afu.

Nke Defid.

25 1 Jehofa, Ngi ka mnebuni nkpulu-obim enye.
2 Cuku nkem, Ngi ka mcekwubegolu,

Google

Ekwena ka ifele mem ;
Ekwena ka ndi-ilom nyalum isi.
3 Eye, ifele ameme onye ọbuna nege I :
Ifele geme ndi nalafu nlafu nejiro ife ọbuna aka.
4 Mem ka mmalu uzọ-I-ga, Jehofa ;
Kuzielum ọkpu-uzọ-I-ga.
5 Mem ka mnaga n'ezi-okwu-I, ka Ikuzi-azi-lim ;
Makana Ibu Cuku nke nzọputam ;
Ọbu I ka mnege ogonogo ubọsi nine.
6 Jehofa, ceta ebele-I-ga na afọ-ọma-I-ga ;
Makana fa nadili sitena gbo ebe-ebe.
7 Ecetana njọ-ga nke mmelu na nwata, nke Ineceta njefiem-ga :
Ka afọ-ọma-I si di Nginwa cetam,
Maka ifi idi-nma-I, Jehofa.
8 Jehofa di nma kwulu azi ọtọ :
Nyabuna Ọgakpazili ndi ọjọ n'uzọ.
9 Ogedu ndi ebudalu ebuda n'ikpe :
Ndi ebudalu ebuda ka Ọgakuzi-azi-li uzọ-Ya.
10 Ọkpu-uzọ nine nke Jehofa bu afọ-ọma na ezi-okwu
N'ebe ndi nedebe àgbà-Ya na ife-ama-Ya-ga nọ.
11 Maka ifi afa-I, Jehofa,
Gbaghalu ajọ omumem, makana obuka.
12 Kedu onye afu natulu Jehofa egwu ? Ya ka Ọgakpazili n'uzọ Ọgaroputa.
13 Nkpulu-obi-ya ganwu ula n'ebe di nma ;
Nkpulu-ya azi genwe ani.
14 Alo nzuzo nke Jehofa nadili ndi natulu Ya egwu ;
Ọgeme azi ka fa malu àgbà-Ya.

Digitized by Google

15 Anyam nabọ bolu na Jehofa mgbe nine ;
Makana Yanwa gadọputa ukwum n'ọnyà.
16 Dom iru-I, me-azi-lim ebele ;
Makana sọ munwa ofu kwu anebuda-azim.
17 Nkpa-ga nke obim esowanyego :
Mem ka mputa na nkpagbum.
18 Nekwasi anya na nbudam na àkànyàm ;
Bupu azi njọm nine.
19 Nekwasi ndi-ilom anya, makana fa erika ;
Fa akpọkam ajọ asì azi.
20 Debe nkpulu-obim, zọputa-azim :
Ekwena ka ifele mem, makana agbabalum nime I.
21 Ka obi zulu oke na ikwu-ọtọ cebem,
Makana anamege I.
22 Cuku, gbaputa Israel
Na nkpa-ya nine.

Nke Deſid.

26 1 Jehofa, kpem ikpe, makana munwa agago n'obim zulu oke :
Ecekwubego-azim Jehofa ghalu imarube aru.
2 Jehofa, nwam, nyoca-azim ;
Nuca akulum-ga na obim.
3 Makana afọ-ọma-I di n'anyam ;
Ejego-azim n'ezi-okwu-I.
4 Mu na ndi neloro elo anọkọro ;
Nke mu na ndi ọdikọdiroya gabakọ.
5 Akpọlum nzukọ ndi neme ajọ ife asì,
Mu na ndi ajọ madu amanọkọ.
6 Agamakwọ akam nime eme ife ọjọ ọbuna ;
Nọfu ka mgagarube ebe-icu-aja-I, Jehofa :
7 Ka mweme ka anu onu ikene ekene,

Kọ azi ọlu ebube I nine.
8 Jehofa, afulum ebe obibi nke unọ-I n'anya,
Na ebe obibi otuto-I.
9 Ewepuna nkpulu-obim na nke ndi ọjọ,
Na ndum azi na nke ndi agu ọbala nagu :
10 Ndi ajọ izuzu di n'aka-fa,
Aka-nni-fa azi julu n'ili-ngo.
11 Ma munwa, agamnaga n'obim zulu oke :
Gbaputam, me-azi-lim ebele.
12 Ukwum kwukwasi n'ani telalu etela :
Agamagọzi Jehofa nime nzukọ-ga.

Nke Defid.

27 1 Jehofa bu ìfèm na nzọputam ; onye ka mgatulu egwu ?
Jehofa bu iga nke ndum ; onye ka mgajọlu ujọ ?
2 Mgbe ndi neme ajọ ife, *bú* ndi namanyem na ndi-ilom, kpudebelum ilisi arum,
Fanwa sọlu ngọngọ da n'ani.
3 Ọbu ezie na usu ndi agha genye ikwu imedidem,
Obim amatu egwu :
Ọbu ezie na agha gebini imedidem,
Ọbunadu mgbe afu munwa gecekwube.
4 Ofu ife ka myọgolu n'aka Jehofa, nke afu ka mgacọ ;
Ka mwebili n'unọ Jehofa ubọsi nine nke ndum,
Ikili nmá Jehofa, na iju ase n'unọ-*nsọ*-Ya.
5 Makana n'ubọsi ajọ ife Ọgewelu nzuzo debem n'ikwu-Ya :
N'ebe nzuzo ikwu-Ya ka Ogezobem ;
Ogebunim dọbam n'enu nkpuma.

Google

6 Kita ka agebuni isim enu kalia ndi-ilom ndi
nọrubelum okilikili;
Agamacu aja-ga nke ikpọ-nkpu *aṅuli* n'ikwu-
Ya;
Agamabu abù, eye, agamabuku Jehofa abu-
ọma-ga.

7 Jehofa, nulu onum mgbe mji onum kpọku *I*:
Me-azi-lim ebele, za-azim.
8 *Mgbe Ikwulu*, Cọbanu irum; obim gwalu I,
Iru-I ka mgacọ, Jehofa.
9 Ezonarikwanam iru-I;
Acucighakwana odibo-I n'iwe:
Ibulugo inye-akam;
Etufunam, nke inarapum, Cuku nke nzọputam.
10 Makana nnam na nnem arapugom,
Ma Jehofa gakpọlum.
11 Jehofa, kpazielum ọkpu-uzọ-I;
Dube-azim n'uzọ folu iru,
Maka ifi ndi necem anwu.
12 Aranyekwanam n'ife ndi namanyem nacọ:
Makana ndi-ama asi ebinigo imcdidem, na
etu ndi nekupu ume ife ilu-aru.
13 *Ufu ekpugomli*, belu sọ na ekwelugomli ifu ezi
ife nke Jehofa
N'ani ndi di ndu.
14 Nege Jehofa:
Sie ike, ka obi-i nwe azi ike;
Eye, nege Jehofa.

Nke Defid.

28 1 Jehofa, Ngi ka mganakpọku;
Nkpumam, ecikwana nti n'ebe mnọ:
Makana, ọbuluna igbacim nkiti,

Google

Adim ka ndi zidakọ n'onunu.
2 Nulu onu ayiyọm-ga, mgbe mkpọkulu I,
Mgbe mcinitalu akam zo n'imélìmè ebe-nsọ-I.
3 Adọpukwanam nyelu ndi ajọ madu,
Na ndi nalu ajọ ọlu;
Ndi nagwa madu-ibe-fa okwu ndokwa,
Ma ajọ ife di n'obi-fa.
4 Nye fa dika ọlu-fa si di, na ka ajọ ife nke omume-fa si di:
Nye fa dika ọlu aka-fa si di;
Nyecigha fa ife tolu fa.
5 Makana fa agbanyerọ ọlu-ga nke Jehofa,
Na ọlu aka-Ya-ga:
Ọgakwatu fa ma Ọmaluzi fa.

6 Ngọzi nadili Jehofa,
Makana Ọnugo onu ayiyọm-ga.
7 Jehofa bu ikem na ọtam;
Ewelugom obim cekwube Ya, enyelum aka:
Maka ya ka obim ji nanya isi agadaga;
Agameji abum wekene Ya.
8 Jehofa bu ike-fa,
Ọbu azi iga nke nzọputa nye onye Ọtelu ude.
9 Zọputa ndi nke I, gọzie azi ùkwù-I:
Zuba azi fa, neku fa n'aka-I ebe-ebe.

Abu-ọma Defil.

29 1 Nyenu Jehofa, unu umu Cuku,
Nyenu Jehofa otuto na ike.
2 Nyenu Jehofa otuto kwesili afa-Ya;
Sekpuelunu Jehofa n'ekike di nsọ.

3 Onu Jehofa di n'enu mili-ga:

Digitized by Google

Cuku otuto nama akpala,
Ọbunadu Jehofa n'enu imelime mili.
4 Onu Jehofa di ike;
Onu Jehofa di ebube.
5 Onu Jehofa nagbọwa *osisi* sida-ga;
Eye, Jehofa nagbọwali *osisi* sida-ga nke Lebanọn.
6 Ọme-azi-li fa ka fa nawuni enu dika nwa efi;
Lebanon na Sirion dika nwa atu.
7 Onu Jehofa nagbọwara ilele ọku-ga.
8 Onu Jehofa namarube ọfia kwu nkiti;
Jehofa namarube ọfia kwu nkiti nke Kedeṣ.
9 Onu Jehofa melu ka nwunye ene-ga mua nwa
Gbaba azi ugboko ọtọ:
N'unọ *nsọ* Ya ife nine nasi, Otuto.

10 Jehofa nọdulu ani *dika eze* n'Iji-ukwu;
Eye, Jehofa nanọ ani dika eze ebe-ebe.
11 Jehofa genye ndi-Ya ike;
Jehofa geji ndokwa wegọzi ndi-Ya.

30

Abu-ọma; Abù n'iweputa Unọ afu nye Jehofa; nke Defid.

1 Agamebuni I, Jehofa;
Makana Idọgonitagom,
Imerọ ka ndi-ilom ṅuam.
2 Jehofa Cuku nkem,
Akpọkulum I, Izọgo-azim.
3 Jehofa, Ikpọputago nkpulu-obim na Ṣeol:
Imego ka mdilili ndu, ka mghalu izida nime onunu.
4 Bukubenu Jehofa abu-ọma, unu ndi afọ-ọma nke Ya,
Kene-azi-nu afa nsọ Ya.

Digitized by Google

5 Makana iwe-Ya bu sọ nwa ọge;
Ife-*ayi* nasọ Ya n'ọgonogo ndu-*ayi*:
Ike ikwa-ákwá gabia n'anyasi inwu ula
Ma abù ngoli *gabia* n'ututu.
6 Ma munwa, ekwulum ka mnọ n'aru ofufo,
Ameropunatam.
7 Ngi, Jehofa, site ka ifem si asọ I meluli ka
ugwum kwusie ike:
Izobeluli iru-I; akpajiji nwulum.
8 Akpọkulum I, Jehofa;
Ọbu azi Jehofa ka myọlu ayiyọm:
9 Kedu elele di n'ọbalam, mgbe mnezida nime
onunu?
Etum gekene I ka? ọgakọ ezi-okwu-I ka?
10 Nulu onum, Jehofa, me-azi-lim ebele:
Jehofa, bulu onye inyelum aka.
11 Irughaligolum urum ka ọbulu ite-egwu;
Itọpugo akwa-ujum, welu aṅuli jebem:
12 Ka otutom webukue I abu-ọma, ghalu azi
idelu du.
Jehofa Cuku nkem, agamekene I mgbe nine.

31 *Ọdili Onye-isi Abu: Abu-ọma Defid.*

1 Jehofa, na Ngi ka mgbabalu; ekwena ka
ife-le menutam ebe-ebe:
Welu ezi omume-I me ka mgbapu.
2 Tọlum nti-I n'ani; zọputam ọsisọ:
Bulum nkpuma di ike, unọ egwurubelu iga
izọputam.
3 Makana Nginwa bu nkpumam na igam;
Maka ya maka ifi afa-I nedum nwayọ bulu
azi onye-ndum.
4 Dọputam n'ọnyà fa gbagolum na nzuzọ;

Makana Nginwa bu igam.
5 N'aka-I ka mranyelu mọm :
Igbaputagom, Jehofa, Ngi Cuku nke ezi-okwu.
6 Akpọlum ndi nariba ife nkiti neloro elo ama asì :
Ma munwa cekwubelu Jehofa.
7 Agamegoli ụlia azi n' afọ-ọma-I :
Makana Inekwasigo nbudam anya ;
Imago nkpulu-obim n'ife nakpa-ga ya :
8 Imecibidorọm uzọ nye n'aka onye-ilo ;
Imego ka ukwum kwulu n'ebe folu iru.
9 Jehofa, melum ebele, makana anọm na nkpa :
Anyam akaba nka n'ife-nwuta, *eye*, nkpulu-obim na arum.
10 Makana uru emego ka ndum gwu, isu-ude emego azi ka arọm gwu :
Ike agwum maka ifi ajọ omumem, ọkpukpum akaba nka.
11 Maka ifi ndi nine namanyem anamnabu ife nkpali,
Eye, anamnabulu ndi agbata-obim *ife nkpali* agadaga, bulu azi egwù ndi-ọyi obim :
Ndi fulum n'ilo nagbalum ọsọ.
12 Ecezọgom ka esi ecezọ onye nwulu anwu :
Adim ka aya walu awa.
13 Makana anugom nkwutọ imelime madu,
Ujọ n'akuku nine :
Ebe fa narakọ alo imedidem,
Fa zubelu iwepu ndum.
14 Ma munwa cekwubelu I, Jehofa :
Ekwulum, si, Nginwa bu Cuku nkem.
15 Ọgem di-ga n'aka-I :

Digitized by Google

Naputam n'aka ndi-ilom, n'aka ndi nacu-azim.
16 Me ka iru-I mukwasi odibo-I:
Welu afọ-ọma-I zọputam.
17 Jehofa, ekwena ka ifele mem; makana akpọkugom I:
Me ka ifele me ndi ajọ madu, ka fa delu du na Ṣeol.
18 Ka ndi egbugbele-ọnu así bulu ogbi;
Ndi nekwu oke okwu emedide onye ezi omume,
Nime ngala na nneni.
19 Nekene ka ezi ife-I si buka, nke Izobegolu ndi natulu I egwu,
Nke Ilugolu ndi gbabalu nime I, n'iru umu nke madu!
20 N'ebe nzuzo nke iru-I ka Igezobe fa maka ajọ izuzu-ga nke madu:
Igewelu nzuzo debe fa nime ikwu ka fa pua n'ile akọmọnu.
21 Ngọzi dili Jehofa:
Makana Ọmelu ka mmalu afọ-ọma-Ya di itinkpu n'obodo egwurubelu iga.
22 Ma munwa, ekwulum na nkujam, Ebepulum n'anya-I:
Ka osina di Inulu onu ayiyọm-ga mgbe mji kpọku I.
23 Funu Jehofa n'anya, unu ndi-afọ-ọma-Ya nine:
Jehofa necebe ndi kwesili ncekwube,
Nakwu azi onye neme omume ngala ugwọ n'uba.
24 Sienu ike, ka obi-unu nwe azi ike,
Unu nine ndi natu anya Jehofa.

Digitized by Google

32 *Nke Defid. Maskil.*

1 Aṅuli nadili ònye ebupulu njefie-ya,
onye ekpucitalu njọ-ya.
2 Aṅuli nadili onye Jehofa nagunyerọlu ya ajọ
omume,
Na onye nke aghughọ ọbuna nadirọ na mọ-
ya.
3 Mgbe mdelu du, ọkpukpum akasia nka
Maka ifi nuku isu-udem ogonogo ubọsi nine.
4 Makana efifie na ucici aka-I di alọ n'arum :
Arum nine kpọnwusili *dika* n'ọge ugulu. [Sela.
5 Emelum I ka Imalu njọm, ekpucitarọm ajọ
omumem :
Msi, Agamekwuputa njefiem-ga gwa Jehofa ;
Nginwa bupu-azi-li ajọ omume nke njọm.
[Sela.
6 Maka ifi nka ka onye ọbuna bú onye afọ-ọma
kpebelu I n'ọge apulu icọta *I* :
Ezie mgbe nuku iji gbalu fa amelu ya aru.
7 Ngi bu ebe-nzuzom ; Igecebem ọfuma ka afufu
ghalu ilum aru ;
Igeji abù-ga nke ngbapu wenọrubem. [Sela.
8 Agameme i ka inwe uce kpazi-azi-li i uzọ
igesi :
Agamaranye i alo anyam adikwasi i.
9 Unu adina ka anyinya, maọbu dika anyinya-
ibu, ṅke nadaghọta ife :
Nke ife-ekike-fa gabu ife ikwa nga na udọ
ijide fa,
Ọmezi fa amakpudebe i.
10 Imelime uru gadili ndi ajọ madu :
Ma onye cekwubelu Jehofa, afọ-ọma ganọrube
ya.

Digitized by Google

11 Ṅulibanu na Jehofa, golibe-azi-nu, unu ndi ezi omume:
Bubanu abu ngoli, unu ndi nine kwu ọtọ n'obi.

33 1 Bubanu abu *ngoli* na Jehofa, unu ndi ezi omume:
Otuto kwesili ndi kwu ọtọ.
2 Welunu ubọ-akwala kenebe Jehofa:
Welunu ubọ nke akwala ili bukubenu Ya abu-ọma.
3 Bunyebenu Ya abù ọfu;
Nakpọ ọfuma ka ọnarasi ike.
4 Makaha okwu Jehofa kwu ọtọ;
Ọlu-Ya nine azi *analu ya* n'ikwesi-ncekwube.
5 Ọnafu ezi omume na ikpe n'anya:
Uwa juputalu n'afọ-ọma Jehofa.
6 Okwu Jehofa ka eji ke enu-igwe-ga;
Usu-fa nine sitena ume nke ọnu-Ya.
7 Ọcikọbalu mili nke orimili nnu dika ofu obo ife:
Ọkpadolu ogbu mili-ga n'unọ-àkù-ga.
8 Ka uwa nine tualu Jehofa egwu:
Ka ndi nine bi n'ani nine tualu Ya egwu agadaga.
9 Makana Yanwa kwulu okwu, eme ya;
Otili iwu, ọwekwusi ike.
10 Jehofa neweta alo mba-ga ka ọbulu ife nkiti:
Ọneme ka ilolo-ga nke ndi *nine n'uwa* ghalu idi ilè ọbuna.
11 Alo Jehofa nakwusi ike ebe-ebe,
Ilolo obi-Ya-ga genyena ndudugandu nine.
12 Aṅuli nadili mba afu ndi Cuku-fa bu Jehofa;
Ndi Ọrọtagolu ka fa bulu ùkwù aka Ya.
13 Jehofa si n'enu-igwe nedo anya;

Digitized by Google

Ọnene umu nke madu nine :
14 N'ebe Obi ka Ọnenekwasi
Ndi nine bi n'uwa;
15 Onye nakpu obi nke fa nine,
Nke nacigha azi uce n'ọlu fa nine.
16 Ọnwerọ eze ọbuna anazọputa sitena imelime usu ndi agha:
Adazọputa dike sitena nuku ike.
17 Anyinya bu ife nkiti n'izọputa *madu:*
Ọmeme ka madu ọbuna gbapu sitena nuku ike-ya.
18 Ne, anya Jehofa nadikwasi ndi natulu Ya egwu,
Ndi natu anya afọ-ọma-Ya;
19 Inaputa nkpulu-obi-fa n'ọnwu,
Na ime ka fa dilili ndu n'ugani.
20 Nkpulu-obi-ayi egego Jehofa:
Yanwa bu inye-aka-ayi na ọta-ayi.
21 Makana obi-ayi gaṅuli na Ya,
Makana ayi ecekwubego n'afa nsọ Ya.
22 Ka afọ-ọma-I dikwasi ayi, Jehofa,
Etu ayi tugolu anya I.

34

Nke Defid; ka ọmelu ka ọnapu ala n'iru Abimelek, onye cupulu ya, ọweniri.

1 Agamagọzi Jehofa mgbe nine:
Otuto-Ya gadilili n'ọnum mgbe nine.
2 Nkpulu-obim geji Jehofa nya isi:
Ndi anebuda ebuda ganu maka ya, ṅuliba aṅuli.
3 Solum me Jehofa nuku,
Ka ayi buniko afa-Ya ọnu.
4 Acọlum Jehofa, Ọwezam,
Naputa-azim n'egwum nine.
5 Fa nedolu anya n'ebe Ọnọ, enye fa lfe:

Amemenyenata fa ifele n'iru.
6 Onye a ebudalu ebuda kpọlu nkpu, Jehofa wenu,
Zọputa azi ya n'afufu-ya nine.
7 Mọ-ozi Jehofa nenyerube ndi natulu Ya egwu ikwu,
Nadọputa azi fa.
8 Detu n'ile ka ifu azi na Jehofa di nmá:
Aṅuli nadili onye gbabalu nime Ya.
9 Tubalunu Jehofa egwu, unu ndi-nsọ-Ya:
Makana nkpa ọbuna adakpa ndi natulu Ya egwu.
10 Nkpa nakpa umu-ikolọbia agaba, agu nagu azi fa:
Ma ndi nacọ Jehofa nkpa ezi ife ọbuna amakpa fa.
11 Bianu, unu umu-aka, nulunu onum:
Agamakuzili unu egwù Jehofa.
12 Kedu onye nacọ ndu,
Fu-azi-li *imelime* ubọsi n'anya, ka ọwefu ezi ife?
13 Cebe ile-i ka ọghalu ikwu ajọ okwu
Egbugbele-ọnu-i azi ka fa ghalu ikwu okwu aghughọ.
14 Pua n'ajọ ife, mebe azi ezi ife;
Cọba ndokwa, gbasobe azi ya.
15 Anya Jehofa di-ga n'ebe ndi ezi omume nọ,
Nti-Ya *neghe*-ga *ọghe* n'ákwá-fa.
16 Iru Jehofa nemedide ndi neme ajọ ife,
Ibepu nceta-fa n'uwa.
17 *Ndi ezi omume* kpọlu nkpu, Jehofa nu azi,
Wenaputa fa n'afufu-fa nine.
18 Jehofa nọ nso ndi obi-fa tiwalu etiwa,
Nazọputa ndi ji mọ ume-ani.
19 Imelime ajọ ife nekwudo onye ezi omume:

Ma Jehofa nanaputa ya n'aka fa nine.
20 Ọnedebe ọkpukpu-ya nine:
Ọnwerọ ofu efu nime fa kpajili akpaji.
21 Ajọ ife gegbu ajọ madu:
Agama azi ndi nakpọ ndi ezi omume asì ikpe.
22 Jehofa nagbaputa nkpulu-obi ndi-odibo-Ya:
Ọnwerọ onye ọbuna nime ndi gbabalu nime
Ya agama ikpe.

Nke Defid.

35 1 Jehofa, nuso ndi nanusom ọgu:
Buso ndi nebusom agha.
2 Bulu ọta na nuku ọta,
Binie inyelum aka.
3 Weputa azi ube, nọcielu ndi nacum uzọ:
Gwa nkpulu-obim, Munwa bu nzọputa-i.
4 Me ka ifele me fa, ka enenia ndi nacọ ndum:
Ka acucigha fa azu ka emenye azi fa ifele n'iru bú ndi nezu imelum aru.
5 Me ka fa di ka igbogbo n'iru ikuku,
Mọ-ozi Jehofa anacusa azi *fa*.
6 Me ka uzọ-fa gba ọcici nagbuca azi agbuca,
Mọ-ozi Jehofa anacu azi fa.
7 Makana némé ife ọbuna fa zobelum ọnyà-fa *nime* ónùnù,
Némé ife ọbuna fa gwulu *onunu* maka nkpulu-obim.
8 Me ka nbibi dakwasi ya neyi uce;
Ka ọnyà ọgbalu na nzuzo nwude ya n'onweya:
Ka ọdaba nime ya na nbibi.
9 Nkpulu-obim azi gegoli na Jehofa:
Ogegoli na nzọputa-Ya.
10 Ọkpukpum nine gasi, Jehofa, onye di ka I,

Digitized by Google

Nke nanaputa onye ebudalu ebuda n'aka onye ka ya ike,
Eye, onye ebudalu ebuda na ọgbenya n'aka onye nakwali ya?
11 Ndi-ama ilu-aru ebinibe;
Fa najum ese ife-ga nke ịnnamarọ nca.
12 Fa welu ajọ ife kwuam ugwọ ezi ife,
Nke newuta nkpulu-obim.
13 Ma munwa, ka aru nanwu fa, ákwàın bulu ákwà-uju:
Mwelu ibu-ọnu ife olili webuda nkpulu-obim;
Ekpelum azi cighakutem nime obi nke onwem.
14 Emelum onwem dika *agasi na ọbu* ọyim *maọbu* nwa-nnem:
Mrulu neru uru, dika onye neru nne-ya.
15 Ma olue ka mgwọlu fa ṅuliba, fa kpọkọba azi onwefa ọnu:
Ndi neti ife kpọkọbalu onwefa ọnu itim ife, neyi uce;
Fa dọkalum, ma fa akwusirọ:
16 Dika ndi akaje nemetọ ife di nsọ n'olili-ga,
Fa welu ézé-fa natawusam ikekele-eze.
17 Dinwenum, ọge ọne ka Iganene *sọ* anya?
Wecigha nkpulu-obim n'aka nbibi-fa,
Sọ ōfu nkpulu-obim n'aka agaba.
18 Agamekene I nime nuku nzukọ:
Agameto I n'etiti ndi balu uba.
19 Ekwena ka ndi-ilom ṅulia aṅuli n'isim n'uzọ asi.:
Ekwena ka fa tabe anya bu ndi kpọlum asi némé ife ọbuna.
20 Makana fa adekwu okwu ndokwa:
Ma fa nezuputa okwu aghughọ-ga imedide ndi di nwayọ n'ani.

Digitized by Google

21 Eye, fa ghebesia ọnu-fa ọghe imedidem;
Fa nasi : Ehe, ehe, anya-ayi afugo.
22 Jehofa, Nginwa afugo; ecikwana nti :
Dinwenum, anọtekwanam aka.
23 Meghalia Onwei, teta azi maka ikpem,
Na maka okwu ikpem, Ngi Cuku nkem na Dinwenum.
24 Jehofa Cuku nkem, kpem ikpe, ka ezi omume-I si di;
Ekwena ka fa ṅuliba n'isim.
25 Ekwena ka fa kwue n'obi-fa, Ehe, ọbu ka osi sọ ayi ka ọdi :
Ekwena ka fa kwue, Ayi enogo ya.
26 Me ka ifele me ndi naṅuli aṅuli n'ife-ilu-arum, ka emenye azi fa ifele n'iru :
Me ka ewelu ifele na nneni kokwasi ndi neme onwefa nuku emedidem.
27 Ka fa buba abu ngoli, ka fa ṅuliba azi, bu ndi ezi omumem nasọ usọ :
Eye, ka fa nekwu mgbe nine, Ka eme Jehofa nuku,
Nke ndokwa odibo-Ya nasọ usọ.
28 Ilem azi ganekwu maka ezi omume-I,
Kwue azi maka otuto-I ogonogo ubọsi nine.

36

Ọdili Onye-isi Abu. Nke Defid odibo Jehofa.

1 Njefie ajọ madu nekwu okwu n'obim,
Egwu Cuku ọbuna adirọ n'anya-ya.
2 Makana ọnalafu onweya n'anya onweya,
Na amacọputa ajọ omume-ya kpọ azi ya asi.
3 Okwu ọnu-ya bu-ga ajọ ọlu na aghughọ :
Ọrapugo ima ife na ime nma.

Digitized by Google

4 Onezuputa ajọ ọlu n'enu àkwà-ya; ọdọba onweya n'uzọ nke nadirọ nma;
Ọdaju ajọ ife.

5 Jehofa, afọ-ọma-I di n'enu-igwe-ga;
Ikwesi-ncekwube-I *nejelu* n'igwe-ga.
6 Ezi omume-I di ka ugwu Cuku-ga;
Ikpe-I bu-ga nuku ogbu *mili:*
Jehofa, Ngi nazọputa madu na anumanu.
7 Cuku, nekene ka afọ-ọma-I si bulu ife di oke ọnu!
Umu nke madu nagbaba azi n'okpulu ndo nku-I-ga.
8 Ageji abuba unọ-I weme ka afọ ju fa agadaga nọ;
Igeme azi ka fa la na mili-iyi nke ife-usọ-I-ga
9 Makana n'ebe Inọ ka ọdọ ndu di:
Nifè-I ka ayi nafu ifè.
10 Ka afọ-ọma-I dide n'ebe ndi malu I nọ;
Ezi omume-I azi n'ebe ndi kwu ọtọ n'obi nọ.
11 Ekwena ka ukwu ngala medidem,
Ekwena ka aka ndi ajọ madu cufuem.
12 N'ebe afu ka ndi nalu ajọ ọlu dalu n'ani:
Akwatugo fa n'ani, fa amenwezi ike ibini ọzọ.

37 *Nke Defid.*

1 Ecegbusina onwei maka ifi ndi neme ajọ ife
Nke inekwosa ndi neme ajọ omume ekwolo.
2 Makana akpafu egbutu fa ka afifia,
Fa ajanwua azi ka nkpa-akwukwọ ndu.
3 Cekwube Jehofa, mèbe azi ọfuma;
Igesi nọfu bili n'ani, nenwe azi ife olili n'ikwesi-ncekwube.

Digitized by Google

4 Me ka ife Jehofa naso i usọ;
Ọgenye azi i ife obi-i yọlu.
5 Rili uzọ-i nye n'aka Jehofa;
Cekwube azi Ya, Yanwa geme ya.
6 Ọgeme azi ka ezi omume-i nwuputa ka ife,
Ikpe-I azi dika oke-efifie nabọ.
7 Delu du n'iru Jehofa, welu azi ndidi nege Ya:
Ecegbusina onwei maka ifi onye ọnagalu ọfuma n'uzọ-ya,
Maka ifi onye neme ajọ izuzu-ga nke *ozuputalu*.
8 Kwusi iwe iwe, rapu azi ọnuma:
Ecegbusina onwei, *onedusi* sọ n'ime ajọ ife.
9 Makana agebepu ndi neme ajọ ife:
Ma ndi nege Jehofa, fanwa gelita uwa n'ùkwù.
10 Makana nwantinti ọge kwu, na ajọ madu amanọzi:
Eye, igacigha uce n'ọnọdu-ya ọfuma ọfuma, ma ọmanọzi.
11 Ma ndi ebudalu ebuda gelita ani n'ùkwù;
Imelime ndokwa nke di ya gasọ fa usọ.
12 Ajọ madu nezu ajọ ife emedide onye ezi omume,
Natawusa azi ya ikekele-eze-ya.
13 Jehofa gamu ya amu:
Makana Ọfulu na ubọsi-ya abiana.
14 Ndi ajọ madu amiputago nmà-agha, fa akwadogo uta-fa;
Ikwatu onye ebudalu ebuda na ọgbenya,
Igbu etu ndi kwu ọtọ n'uzọ:
15 Nmà-agha-fa gamapu nkpulu-obi onwefa,
Agakpaji azi uta-fa-ga.
16 Ọka nma bu nwantinti ife onye ezi omume nwelu
Kama àkù kwulu àkù nke ọtutu ndi ajọ madu.

17 Makana agakpaji ọgwe-aka-ga nke ndi ajọ madu:
Ma Jehofa nakwado ndi ezi omume.
18 Jehofa malu ubọsi-ga nke ndi zulu oke:
Ùkwù-fa gadi ebe-ebe.
19 Fa ameme ifele n'ọge ajọ ife:
Afọ geju azi fa n'ubọsi nuku ugani.
20 Ma ndi ajọ madu gana n'iyi,
Ndi-ilo Jehofa azi gadi ka abuba nke umu atulu:
Agekpocapu fa; agekpocapu fa dika anwulu.
21 Ajọ madu nezili ife, ma ọdakwu akwu ọzọ:
Ma onye ezi omume namu amala, nenye azi enye.
22 Makana etu ndi agọzili n'aka-Ya gelita ani n'ùkwù;
Ndi akpọlu iyi n'aka-Ya ka agebepu.
23 Aneme ka ije-ukwu madu kwusie ike sitena aka Jehofa;
Uzọ-ya azi naso ya usọ.
24 Ọbuluna ọda, amakwatusi ya nca:
Makana Jehofa ji aka-Ya akwado ya.
25 Emegomli nwata, kita abum agadi;
Ma afunurọm onye ezi omume ka arapulu sọsọ ya,
Nke mnafu nkpulu-ya ka fa nayọ nni.
26 Ogonogo ubọsi nine ọnamu amala, nezinye azi ife;
Ewegozie nkpulu-ya.
27 Niri n'ajọ ife, mebe azi ezi ife;
Bili azi ebe-ebe.
28 Makana Jehofa fulu ikpe n'anya,
Ọdarapu ndi-afọ-ọma-Ya;
Anedebe fa ebe-ebe:

Digitized by Google

Ma agebepu nkpulu ndi ajọ madu.
29 Ndi ezi omume gelita ani n'ùkwù,
Bili azi na ya ọkpu.
30 Ọnu onye ezi omume nakpa nkata amamife,
Ile-ya azi nekwu okwu ikpe.
31 Iwu Cuku-ya di n'obi-ya;
Ọnwerọ ofu ije-ukwu-ya efu gagbucapu.
32 Ajọ madu nece anwu onye ezi omume,
Nacọ azi igbu ya.
33 Jehofa amaranye ya n'aka-ya,
Nke Ọnama ya ikpe ma ekpe ya.
34 Gelu Jehofa, debe azi uzọ-Ya,
Ogebuni azi i ilita ani n'ùkwù:
Mgbe ebepulu ndi ajọ madu, igafu.
35 Afugom ajọ madu ka anatulu ya egwu agadaga,
Nagbasa azi onweya dika osisi di ndu n'ani malu ya.
36 Ma ofu onye gafegalu, ne, ọnọrọ:
Eye, acọlum ya, ma apurọ ifu ya.
37 Riba onye zulu oke ama, ne azi onye kwu ọtọ:
Makana isi-njedebe onye afu bu ndokwa.
38 Ma ndi njefie, agegbusisi fa n'ofu:
Agebepu isi-njedebe ajọ madu.
39 Ma nzọputa ndi ezi omume nesi n'aka Jehofa abia:
Ọbu Ya bu iga-fa n'ọge afufu.
40 Jehofa nenye-azi-li fa aka, neme ka fa gbapu:
Ọneme ka fa gbapu n'aka ndi ajọ madu, nazọputa azi fa,
Makana fa agbabago nime Ya.

38 *Abu-ọma Defid, ime ka eceta.*

1 Jehofa, abakwanalum nba n'iwe-I:
Nke inapiam ife n'ọnuma-I.

Digitized by Google

2 Makana ufele-I gbadosilim ike n'aru,
Aka-I biadosiem ike.
3 Ọnwerọ aru ike ọbuna n'arum maka ifi nuku iwe-I;
Nke ọnenwe ndokwa ọbuna n'ọkpukpum-ga maka ifi njọm.
4 Makana ajọ omumem likpulu isim:
Dika ibu alọ fa adikalum alọ.
5 Ọnyam-ga nesi ísì lesia azi ule,
Maka ifi nsọkwụm.
6 Mrugọlu rulu azi agadaga;
Anameru uru naga ogonogo ubọsi nine.
7 Makana úkwùm juputalu na nruru ọku;
Aru ike ọbuna adirọzi n'arum.
8 Arum jusili oyi mcifia azi aru agadaga:
Asugom ude agadaga maka ifi anọ-ofu-ebe nke obim.
9 Dinwenum, ọcicọm nine di n'iru I;
Ude mnasu azi ezoro nzuzo n'ebe Inọ.
10 Obim neti ike ike, ike agwusiam:
Ma ìfè anyam, nke afu ananarigo-azim.
11 Ndi fulum nanya na ndi ọyim kwupulu n'usọ n'ajọ ọyam;
Ndi-arum kwute azi aka.
12 Ndi nacọ azi ndum gba*lum* ọnya;
Ndi nacọ imelum aru nekwu ife agu njọ-ga,
Nelo azi ilolo aghughọ-ga ogonogo ubọsi nine.
13 Ma munwa, dika onye nti, anurọm;
Mdi azi ka onye-ogbi nke nadasa ọnu-ya.
14 Eye, adim ka onye nadanu ife,
Di azi ka onye ilu-uka ọbuna nadirọ n'ọnu-ya.
15 Makana ọbu Ngi, Jehofa, ka mnatu anya:
Nginwa gaza, Dinwenu Cuku nkem.

16 Makana ekwulum, si, Maka fa aṅuliba n'isim :
Mgbe ukwum ronili, fa eme onwefa nuku medidem.
17 Makana munwa agwọbago ngwulọ,
Urum di azi n'irum mgbe nine.
18 Makana agamekwuputa ajọ omumem ;
Agameme ebele maka njọm.
Ma ndi-ilom bu ndu, di azi ike :
19 Ndi kpọlum asì n'uzọ así nabawanye uba.
20 Ndi ji ajọ ife akwu ugwọ ezi ife
Bu-ga azi ndi nemedidem, makana anameso ezi ife.
21 Jehofa, arapukwanam :
Cuku nkem, anọtekwanam aka.
22 Me ngwa inyelum aka,
Dinwenum nzọputa nkem.

39

Ọdili Onye-isi Abu, bú Jedutun. Abu-ọma Defid.

1 Ekwulum, si, Agamecebe uzọm-ga :
Ka mghalu iji ilem me njọ :
Agamedebelu ọnum nga,
Ebe ajọ madu nọ n'irum.
2 Ejim idelu-du webulu ogbi, agbacilim nkiti,
ọbunadu ikwu ezi ife ;
Ewekpanie urum.
3 Obim di ọku nimem ;
Ebe mnelo n'obim ọku ledo :
Mwewelu ilem kwue :
4 Jehofa, me ka mmalu isi-njedebem,
Na nsiama ubọsim-ga, ife ọbu ;
Me ka mmalu ka munwa nesirọ nwe ike.
5 Ne, Imego ubọsim *dika* nbubọ ama-aka-ga ;
Ọge ndum di azi ka ife naburọ ife n'iru I :

Ezie madu ọbuna kwusi ike bu sọ ofu nku-ume.
6 Ezie madu ọbuna nagaghali dika onyinyo:
Ezie fa nakpọtu nkpọtu na nkiti:
Ọnakpakọba *àkù*, ọmarọzi onye gekpokọba fa.
7 Kita, Dinwenum, gini zi ka mnege?
Atumanyam di n'aru-I.
8 Naputam n'aka njefiem nine:
Emenam ka mbulu ife nkpali nke onye nsọkwu.
9 Abumli ogbi, asarọm ọnum;
Makana *ọbu* Nginwa melu *ya*-li.
10 Wepu ajọ ọya-I n'arum:
Ekpocapulum sitena iti-ife nke aka-I
11 Mgbe Iji iba-nba wedọ madu nti maka ajọ omume-ya,
Ineme ka nmá-ya gbaze dika ife nla lalu;
Ezie madu ọbuna bu sọ ofu nku-ume. [Sela.
12 Jehofa, nulu ekpelum, ge azi nti n'ákwám;
Edelukwana du n'anya-milim:
Makana abum ọbia binyelu I,
Onye nanwu ula, dika nnam-ía nine buli.
13 Wepu anya-I n'arum, ka iru wesọm amu,
Tupu mu eniri n'ebea, ghalu inọnwozi ọzọ.

40

Ọdili Onye-isi Abu. Abu-ọma Defid.

1 Anamege negelili Jehofa;
Ọweto *nti-Ya* n'ani n'ebe mnọ, nu azi onu akwam.
2 Osi n'onunu jọgbulu onweya kpọgoputa-azim, si n'aja ulu *kpọgoputam;*
Ọwekwuba ukwum n'enu nkpuma, weme ka ije-ukwum kwusie ike.

Digitized by Google

3 Otinyego azi abu ọfu n'ọnum, *bú* otuto dili Cuku-ayi:
Imelime gafu ya, tuba azi egwu,
Fa gecekwube azi Jehofa.
4 Aṅuli nadili nwoke afu nke melu Jehofa ncekwube-ya,
Onye nedoro ndi ngala iru, maọbu etu ndi pulu n'usọ gedo asi iru.
5 Jehofa Cuku nkem, ọlu iti-nkpu nke Nginwa lugolu bu-ga imelime,
Na ilolo-I nke di-ga n'ebe ayi nọ:
Apuro idobelu I fa n'usolo n'usolo;
Obuluna agamakọ kwue azi maka fa,
Fa kalili iguta ọnu.
6 Àjà na àjà *nni* adasọ I;
Iwopugolum nti:
Icọro àjà nsule na àjà njọ.
7 Mgbe afu ka mji si, Ne, abiagom;
N' akwukwọ nfukọba edelu makam:
8 Ime ife nasọ I bu ife nasọm usọ, Cuku nkem;
Eye, iwu-I di nime obim.
9 Ezisagom ozi-ọma nke ezi omume nime nuku nzukọ;
Ne, mmamacita egbugbele-ọnum,
Jehofa, Nginwa malu.
10 Ekpucitarọm ezi omume-I nime obim;
Ekwusagom ikwesi-ncekwube-I na nzọputa-I:
Ezobenurọlum nuku nzukọ afọ-ọma-I na ezi-okwu-I.
11 Nginwaamacitakwanalum ebele-I-ga, Jehofa:
Ka afọ-ọmaI na ezi-okwu-I necebem mgbe nine.

Digitized by Google

12 Makana ajọ ife nadirọ iguta ọnu anọrubegom
okilikili,
Ajọ omumem ekwudogom, maka ya ka
mnejirọ nwe ike ifu uzọ ;
Fa kalili ntutu isim, obim arapugom.
13 Jehofa, ka ọsọ I izọputam :
Jehofa, me ngwa inyelum aka.
14 Me ka ifele mebe fa, ka emenye azi fa ifele
n'iru
Bú ndi nacọ nkpulu-obim imebi ya :
Ka acucigha fa azu weta azi fa na nneni
Bú ndi ọnasọ usọ ma ajọ ife kwudom.
15 Me ka fa kwulu nkiti maka ifi ifele-fa
Bú ndi nasim, Ehe, Ehe.
16 Ka ndi nine ndi nacọ I negoli nañuli azi na Ngi :
Ka etu ndi fulu nzọputa-I n'anya nekwu mgbe
nine, si,
Ka eme Jehofa nuku.
17 Ma munwa bu onye ebudalu ebuda na
ọgbenya ;
Dinwenum anelotam :
Nginwa bu inye-akam na onye-nzọputam ;
Anọna ọdu, Cuku nkem.

41

Ọdili Onye-isi Abu. Abu-ọma Defid.

1 Añulinadilionye nagbanye onye nenwerọ
ike :
Jehofa gazọputa ya n'ubọsi ajọ ife.
2 Jehofa gedebe ya, me azi ka ọdilili ndu, aga-
gọzi azi ya n'uwa ;
Aranyekwana ya n'aka ife ndi-ilo-ya nacọ.
3 Jehofa gakwado ya n'akwa-edina ọya :
Irughaligo itọgbolu-n'ọya-ya nine.

Digitized by Google

4 Munwa si, Jehofa, melum ebele :
Zọ nkpulu-obim ; makana emegom njọ medide I.
5 Ndi-ilom nekwu ajọ ife medidem, *nasi*,
Kedu mgbe ogeji nwu, afa-ya ewena n'iyi ?
6 Ọbulu azi na ọbia ifu*m*, onekwu okwu asi ;
Nkpulu-obi-ya anakpakọbalu onweya ajọ ọlu :
Mgbe ọpulu n'ilo, onekwu okwu.
7 Ndi nine kpọlum asì natakwukọ ntakwu ọnu imedidem :
Fa zuputalum ajọ ife iji medidem.
8 Erukwasigo ya ife jọgbulu onweya, *ka fa kwulu :*
Na nke onedinazi nwọ omebininwozi ọzọ.
9 Eye, onye mu na ya di na ndokwa, onye mcekwubelu, onye neli nni nkem,
Emego ikili-ukwu-ya ka ọdi nuku imedidem.
10 Ma Nginwa, Jehofa, melum ebele, kunite-azim enu,
Ka mwekwucigha fa ugwọ.
11 Nka ka mji malu na ifem nasọ I,
Makana onye-ilom akpọkporọm nkpu nmeli.
12 Ma munwa, Ikwadolum n'obim zulu oke,
Debe-azim n'iru I ebe-ebe.

13 Ngọzi dili Jehofa, Cuku nke Israel,
Sitena ebe-ebe genye azi n'ebe-ebe.
Amen, Amen.

AKWUKWỌ II.

42 *Ọdili Onye-isi Abu ; Maskil nke umu Kora.*

1 Dika nwunye ene si eghekpọ n'agu ije gala mili-iyi,

Digitized by Google

Ọbu nọfu ka nkpulu-obim neghekpọ n'ijeku I, Ngi Cuku.
2 Akpili kpọsili nkpulu-obim nku maka Cuku, maka Cuku Nke di ndu:
Kedu mgbe mgeji bia gosi azi onwem n'iru Cuku?
3 Anya-milim abulugo ife-olilim efifie na ucici,
Ebe fa nasim ogonogo ubọsi nine, Kedu Cuku-i nwa?
4 Ife ndia ka mcetalu, rupu azi nkpulu-obim nimem,
Ka mu na ìgwè madu si aga, mdulu azi fa n'usu je n'unọ Cuku,
Welu onu abu ngoli na ekene, imelime madu anedebe ubọsi olili.
5 Nkpulu-obim, gini melu iji rube onwei?
Gini me-azi-*li* iji asu agadaga ude nimem?
Nginwa natu anya Cuku: makana agamekenelili Ya ọzọ
Maka nzọputa nke iru-Ya.

6 Cuku nkem, nkpulu-ọbim erulugo onweya nimem:
Nya kpatalu mji si n'ani Jọdan,
Na *ugwu*-ga nke Hamon, n'ugwu Maiza, weceta I.
7 Ogbu mili nakpọ ogbu mili na nkpọtu nke nruru-mili-I-ga:
Akpoli-I na ebili-I nine nerufegam n'isi.
8 *Ma* Jehofa getili afọ-ọma-Ya iwu n'efifie,
N'ucici azi abù-Ya ganọnyelum,
Nke bu ikpe ekpelu inye Cuku nke ndum.
9 Agamagwa Cuku *Nke bu* nkpumam, Gini melu Iji cezọm?

Digitized by Google

Gini melu mji eru uru naga maka ifi nmegbu onye-ilo ?
10 Dika ife netilim nime ọkpukpu-ga, ndi nama-nyem nakpalim ;
Ebe fa nasim ogonogo ubọsi nine, Kedu Cuku-i nwa ?
11 Nkpulu-obim, Gini melu iji rube onwei ?
Gini me-azi-li iji asu agadaga ude nimem ?
Nginwa natu anya Cuku : makana agamekenelili Ya ọzọ,
Onye bu nzọputa nke irum, na Cuku nkem.

43 1 Cuku nkem, kpem ik pe, kwu-azi-lim okwu mcdide mba nenwerọ afọ-ọmạ :
Me ka mgbapu n'aka onye aghughọ na onye nademe ekelesu.
2 Makana Nginwa bu Cuku Onye bu igạm ; gini melu Iji tufum ?
Gini melu mji eru uru naga maka ifi nmegbu onye-ilo ?
3 Ziputa ìfè-I na ezi-okwu-I ; me ka fanwa dubem :
Me ka fa kpọlum lue n'ugwu-I di nsọ,
Na ebe-obibi-I-ga.
4 Mgbe afu agameje n'ebe-icu-aja nke Cuku,
Jeku Cuku bú aṅuli nke ngolim :
Agameji azi ubọ-akwala wekene I, Ngi Cuku, Cuku nkem.
5 Nkpulu-obim, gini melu iji rube onwei ?
Gini me-azi-li iji asu agadaga ude nimem ?
Natu anya Cuku : makana agamekenelili Ya ọzọ,
Onye bu nzọputa nke irum, na Cuku nkem.

Digitized by Google

44

Ọdili Onye-isi Abù ; nke umu Kora. Maskil.

1 Cuku, ayi anugo na nti-ayi, nna-ayi-fà akọgolu ayi,
Ọlu ife Ilulu n'ubọsi-fa-ga, n'ubọsi nke gbo.
2 Nginwa ji aka-I me ka mba nwedebe ani,
ma azi ndi nke I *ka osisi* nime *ya ;*
Imelu ndi ani afu ajọ ife, me azi ka ndi nke I wasa *ka ngadaba.*
3 Makana fa ejirọ nmà-agha aka fa wenwelu ani afu,
Nke ọgwe-aka-fa nazọputa fa :
Ma ọbu aka-nni-I, na ọgwe-aka-I, na ìfè nke iru-I,
Makana ife-fa sọlu I.
4 Cuku, Nginwa bu Ezem :
Tielu Jekob iwu nzọputa.
5 Sitena Ngi ka ayi geji kwatu ndi namanye ayi :
Sitena afa-I ka ayi geji zọkwasi ndi binili imedide ayi ukwu.
6 Makana mmecekwube utam,
Nke nma-agham gazọputam.
7 Ma Izọputago ayi n'aka ndi namanye ayi,
Imego azi ka ifele me ndi kpọlu ayi asi.
8 Ayi anyago isi-ayi na Cuku ogonogo ubọsi nine,
Ayi gekene azi afa-I ebe-ebe. [Sela.

9 Ma kita na Itufugo ayi, weta azi ayi na nneni ;
Idesozi usu ndi agha ayi *eje agha.*
10 Imelu ayi ka ayi gbakutalu onye nmanye azu :
Ndi kpọ-azi-li ayi asì nakwakọli ka osi sọ fe

11 Inyego ayi ka atulu *aroputalu* ili eli;
Icusago azi ayi n'etiti mba-ga.
12 Inele ndi-I n'ife nkiti,
Ma *àkù*-I abawanyerọ uba sitena ọnu-afia-fa.
13 Imelu ayi ka ayi bulu ife nkpali n'etiti ndi-agbata-obi-ayi,
Ife akaje na ife amú n'ebe ndi birubelu ayi nọ.
14 Imelu ayi ife-àkùkù n'etiti mba-ga,
Bulu ife iferube isi n'etiti ndi *nine n'uwa.*
15 Ogonogo ubọsi nine ka nnenim di n'irum,
Ifele nke irum ekpucitagom.
16 Maka onu onye nakpali nkpali nekwu azi okwu alu;
Maka ifi onye-ilo na onye nabọ ọbọ.
17 Ife nine a kwudolu ayi; ma ayi ecezọnu-rọ I,
Nke ayi nemeso àgbà-I n'uzọ así.
18 Obi-ayi akadacigharọ azu,
Nke ije-ukwu-ayi nefie-ga ọkpu-uzọ-I;
19 Na Itiwaligo ayi n'ebe nkita ọfia bi,
Welu azi onyinyo ọnwu kpucita ayi.
20 Ọbuluna ayi ecezọgo afa Cuku-ayi,
Maọbu gbasapulu cuku ani madu aka-ayi;
21 Cuku amacọputa nka ka?
Makana Yanwa nama ife nzuzo-ga nke obi.
22 Eye, maka ifi I ka eji egbu ayi ogonogo ubọsi nine;
Agunyelu ayi ka atulu ejekọ gegbu egbu.
23 Dinwenu-ayi, teta, gini melu Iji ala ula?
Binie, etufukwana *ayi* ọkpu.
24 Gini kpatalu Iji zobe iru-I,
Cezọ azi nbuda-ayi na nmegbu-ayi?
25 Makana nkpulu-obi-ayi rubelu n'etum:

Afọ-ayi nyakudolu n'ani.
26 Binie inyelu ayi aka,
Gbaputa azi ayi maka ifi afọ-ọma-I.

45

Ọdili Onye-isi Abu; emelu ka ọdabanye na Ṣoṣanim; nke umu Kora. Maskil. Abù ife usọ-ga.

1 Nkpulu-obim julu-nagbọfu n'ọmalica okwu:
Munwa nekwu ife-ga nke mmegolu maka eze:
Ilem bu pen nke ọkà n'ide akwukwọ.
2 Imakalili umu madu nma;
Eruwusalu amala n'egbugbele-ọnu-i:
Nyabuna Cuku agọzigo i ebe-ebe.
3 Fielu nmà-agha-I n'úkwù-I, ngi onye bu dinkpa,
Nsọpulu-i na ebube-i.
4 Welu ebube-i nalikwasi n'enu anyinya-agha ka ọwenagalu i ọfuma,
Maka ifi ezi-okwu na ume-ani *na* ezi omume:
Aka-nni-i azi gakpazili i ife di-ga egwu.
5 Ufele-I nwelu ọnu;
Ndi *nine n'uwa* nada n'okpulu i;
Fa di-ga n'obi ndi-ilo eze.
6 Ukpo-I, Cuku, nadi ebe-ebe ebe-ebe:
Ọgbanci nke kwu ọtọ bu ọgbanci nke ani-eze-I.
7 Ifugo ezi omume n'anya, kpọ azi ife ọjọ asì:
Maka ya Cuku, *bú* Cuku nke i, etego i ude Aṅuli kalisia madu-ibe-i.
8 Afe-i nine *nesi ísì* mura, na alos, *na* kaṣia;
Ubọ-akwala esigo n'unọ-ọdu-eze-ga me ka iṅuliba aṅuli.
9 Umu-ada eze di-ga n'etiti umu-nwayi-i di ebube:

Digitized by Google

N'aka-nni-i ka nwunye-dei kwu yili ọna-edo nke *Ofa.*
10 Ada, nulu, nene azi, tọ nti-i n'ani ;
Cezọ azi ndi nke i, na unọ nna-i ;
11 Eze gesi nọfu cọ nmá imalu :
Makana ọbu yanwa bu Dinwenu-i ; sekpube-azi-li ya.
12 Ada Taia azi gebulu ife nru *nọdu n'ebe afu ;*
Ọbunadu ndi bulu ọgalanya n'etiti ndi *nine n'uwa* gayọ iru-ọma-i.
13 Ada eze nke nọ nime *unọ eze* dicasi otuto nca :
Eji ọna-edo wekpagwa afe-ya.
14 Agedulu ya oyili afe eji ǹkà wekpa wejeku eze :
Umu-agbọ ndi-ukpa-ya ndi neso ya
Ka agakpọta n'iru i.
15 Ageji aǹuli na ngoli wenedu fa :
Fa gaba n' unọ eze.
16 Umu-i ganọci anya nna-i-fà,
Ndi igeme ndi-isi n'uwa nine.
17 Agameme ka eceta afa-i na ndudugandu nine :
Maka ya ndi *nine n'uwa* gekene I ebe-ebe ebe-ebe.

46

Ọdili Onye-isi Abu ; nke unu Kora ; emelu ka ọdabanye n'alamot. Abù.

1 Cuku bu ebe-ngbaba-ayi na ike-ayi,
Emego ka afu Ya n'inye aka n'ọge nkpa agadaga.
2 Maka ya ayi amatu egwu, ma ọbulugodu na ani nagha agha,

Digitized by Google

Ọbulugodu na anerogha ugwu erogha wenye
n' ọmu-ani orimili nnu-ga;
3 Ọbulugodu na mili di-ga ya nakpọtu nkpọtu
namaghali azi,
Ọbulugodu na ugwu namarube amarube si-
tena ngala-ya. [Sela.

4 Ofu orimili di, nke mili-iyi-ya-ga neme ka
obodo Cuku nańuli aṅuli,
Ebe nsọ nke ebe obibi-ga nke Onye Kasi
Enu.
5 Cuku nọ n'etiti ya; ameropu ya:
Cuku genyelu ya aka, ma ci fora.
6 Mba nakpọtu-ga nkpọtu, aneropu ani-eze-ga:
Ọmelu ka onu-Yara, uwa gbaze.
7 Jehofa nke usu *ndi agha* nọnyelu ayi;
Cuku nke Jekob bu unọ-enu-ayi. [Sela.

8 Bianu, ka unu kilie ọlu Jehofa-ga,
Ebe-ga nke Ọmelu nkpọnkpọ n'uwa.
9 Ọneme ka agha kwusi welue n'ebe uwa
jedebelu;
Ọnakpaji uta, gbujira azi ube;
Onesule ugbọ-ani-ga n'ọku.
10 Kwusinu, malu-azi-nu na Munwa bu Cuku:
Agebunim n'etiti mba-ga, agebunim n'uwa.
11 Jehofa nke usu *ndi agha* nọnyelu ayi;
Cuku nke Jekob bu unọ-enu-ayi. [Sela.

47 *Ọdili Onye-isi Abu; Abu-ọma umu Kora.*

1 Kubanu aka-unu, unu ndi nine *n'uwa;*
Welunu onu ibu-abù kpọbalunu Cuku nkpu.
2 Makana Jehofa Onye Kasi Enu di egwu;

Digitized by Google

Ọbu nuku Eze naci uwa nine.
3 Ọgeme ka ndi *nine n'uwa* rube isi n'okpulu ayi,
Me azi ka mba-ga di n'okpulu ukwu-ayi.
4 Ọgaroputalu ayi ùkwù-ayi.
Ife Jekob onye Ọfulu n'anya ji anya isi. [Sela.
5 Cuku ewelugo nkpu werọgo enu,
Jehofa ji onu opi.
6 Bukubenu Cuku abu-ọma, bukubenu *Ya* abu-ọma:
Bukubenu Eze-ayi abu-ọma, bukubenu *Ya* abu-ọma.
7 Makana Cuku bu Eze uwa nine:
Welunu ṅkà bukubenu *Ya* abu-ọma.
8 Cuku necili mba-ga eze:
Cuku nọkwasi n'enu ukpo-Ya di nsọ.
9 Ndi-isi nke ndi *nine n'uwa* gbakọbalu *Ibulu* ndi nke Cuku nke Abraham:
Makana ọta nke uwa bu-ga nke Cuku;
Ebunili Ya ezi enu agadaga.

48

Abù; Abu-ọma umu Kora.

1 Jehofa di nuku, kwesi azi ito otuto agadaga,
N'obodo nke Cuku-ayi, n'ugwu-Ya di nsọ.
2 Nke malu nmá n'idi-enu, ngoli nke uwa nine,
Bu ugwu Zaion, n'akuku-ga nke Ugwu,
Obodo nuku Eze.
3 Cuku emego ka amalu Ya n' obi-ya-ga na Ya bu unọ-enu.
4 Makana, ne, na ndi-eze kpọkọbalu onwefa,
Fa yili nagafega.
5 Fanwa fulu *ya*, mgbe afu ka oji tu fa n'anya; akpajiji nwulu fa, fa gbanabasia.

Google

6 Aru nama ſa nni n'ebe afu;
Ife ngbu, dika nwayi ime neme.
7 Ikuku iru-anya-anwu
Ka Nginwa ji tikpọsi ugbọ Taṣiṣ-ga.
8 Etu ayi si nu, nọfu ka ayi si fu
N'obodo Jehofa nke usu *ndi agha*, n'obodo Cuku-ayi:
Cuku geme ka ọkwusie ike ebe-ebe. [Sela.
9 Cuku, ayi elogo n'afọ-ọma-I,
N'etiti unọ-*nsọ*-I.
10 Cuku, ka afa-I si di,
Ọbu nọfu ka otuto-I si di genyena ebe uwa jedebelu:
Aka-nni-I julu n'ezi omume.
11 Ka ugwu Zaion ṅuliba,
Ka umu-ada Juda golibe,
Maka ifi ikpe-I-ga.
12 Jeghalia na Zaion, garube azi ya okilikili:
Gua unọ-enu-ya ọnu.
13 Ria iga-ya ama ọfuma ọfuma,
Sikwue nuku unọ-ya-ga:
Ka unu wekọlu ndudugandu sonanu.
14 Makana Cuku nka bu Cuku-ayi ebe-ebe ebe-ebe:
Yanwa gabu onye-ndu-ayi genyena ọnwu.

49 *Ọdili Onyé-isi Abu; Abu-ọma umu Kora.*
1 Nulunu nka, unu ndi nine *n'uwa;*
Genu nti, unu ndi nine bi n'ọge a:
2 Ka ndi di ani ka ndi di enu,
Ọgalanya na ọgbenya n'ofu.
3 Ọnum gekwu *okwu* amamife;
Ilolo obim azi gabu maka ighọta ife.

4 Agamatọ ntim n'inu :
Agamemeghepu okwu-omimim n'ubọ-akwala.
5 Gini melu mji atu egwu n'ubọsi ajọ ife,
Mgbe ajọ omume nke di n'ikili-ukwum dirubelum okilikili ?
6 Ndi cekwubelu ọkù-fa,
Nanya azi isi n' imelime àkù-fa ;
7 Ọnwerọ ofu onye efu *nime fa* pulu n'uzọ ọbuna igbaputa nwa-nne-ya,
Nke ọgenye Cuku ife ngbaputa maka ya :
8 (Makana ngbaputa nke nkpulu-obi-fa di oke ọnu,
Agharọzi irapu ya ebe-ebe :)
9 Ka ọwedilili ndu ọkpu,
Ka ọweghalu ifu nbibi anya.
10 Makana ọnafu na ndi amamife nanwu,
Onye nsọkwu na onye bu anu ọfia nanakọ n'iyi ọnu,
Rapu-azi-li ndi ọzọ ọkù-fa.
11 Ilolo ime fa bu, *na* unọ-fa-ga *gadidide* ebe-ebe,
Ebe-obibi-fa azi genyena ndudugandu nine ;
Fa welu afa onwefa gua ani-fa.
12 Ma madu adatọ n'ebube :
Ọdi ka anumanu nke nana n'iyi.

13 Uzọ-fa nka bu nsọkwu-fa :
Ma fa gasia okwu-ọnu-fa asọ madu. [Sela.
14 Akalu fa ka ìgwè atulu maka Ṣeol ;
Ọnwu gabu onye nazu fa :
Ndi kwu ọtọ azi ganaci fa n'ututu ;
Udi-fa gadili Ṣeol ilegbunu, ka ebe obibi ọbuna ghalu idili ya.
15 Ma Cuku gagbaputa nkpulu-obim n'aka Ṣeol :

Makana Ọgakpọlum. [Sela.
16 Atuna egwu mgbe emelu ofu onye ọgalanya,
Mgbe otuto unọ-ya gabawanye:
17 Makana mgbe ọnwurulu omebu ife ọbuna *na;*
Otuto-ya ameso ya zida.
18 Ọbu ezie na ebe ọdi ndu ọgọzili nkpulu-obi-ya,
Madu nekene azi i, mgbe inemelu onwei ọfuma,
19 Ọganaku ndudugandu nke nna-ya-fà;
Fa amafunwozi ìfè ọzọ.
20 Madu *nke nọ* n'ebube, ma ọdaghọta ife,
Di ka anumanu nana n'iyi.

50 *Abu-ọma Esaf.*
1 Cuku *nke ndi bu* cuku, bú Jehofa, ekwugo,
Wekpọ uwa sitena ọwuwa anya-anwu genye-na ọdida-ya.
2 Sitena Zaion, bu nmá zulu ezu,
Cuku enwuputago.
3 Cuku-ayi gabia, Ọmedelu du:
Ọku gagba n'iru-Ya,
Ifufe geferubesi Ya ike agadaga okilikili.
4 Ọgakpọ enu-igwe di-ga n'enu okù,
Na uwa, ka Ọwekpe ndi-Ya:
5 Kpọkọlum ndi-afọ-ọmam;
Ndi Mụ na fa melu àgbà n'enu àjà.
6 Enu-igwe azi gakọ ezi omume-Ya;
Makana Cuku n'onweya bu onye ikpe. [Sela.
7 Ṇulunu, ndi nkem, agamekwu okwu;
Nulu, Israel, agamabu azi i ama:
Munwa bu Cuku, *bú* Cuku-I.
8 Mmabalu i nba maka àjà-i-ga;
Àjà-nsule-i azi di-ga n'irum mgbe nine.

Digitized by Google

9 Mmanalu oke efi ọbuna si n'unọ-i puta,
Nke Mnanalu nkpi si n'unọ ife-enunu-i puta.
10 Makana anu ọfia ọbuna di n'ugboko bu nkem,
Na ife-enunu tulu na nnu ngongo nabọ na iruli.
11 Amazulum anu-ufe nine di n'ugwu-ga:
Anu ọfia nine di-ga n'akam.
12 Ọbuluna agu gulum, Mmagwa i:
Makana ani nine bu nkem, na uju-fa.
13 Agameli anu oke efi-ga,
Maọbu la ọbala ewu-ga ka?
14 Cunye Cuku ekene ka ọbulu àjà;
Me azi nkwa-i di-ga nsọ nye Onye Kasi Enu:
15 Kpọkue-azim n'ubọsi afufu;
Agamazọputa i, igenye-azim otuto.

16 Ma Cuku gwalu ajọ madu, si,
Kedu ife igeme wekọ ukpulum-ga,
Na ibulugo azi àgbàm n'ọnu-i?
17 N'ebe nginwa nakpọ idọ-nti asì,
Tulu azi okwum tufue n'azu i.
18 Ka ifulu onye ori, ife-ya sọlu i,
Isolugo azi ndi nayi ọyi kelu òkè.
19 Iralugo ọnu-i nye n'ajọ ife,
Ile-i azi nedozi okwu aghughọ.
20 Inọ ani nekwutọ azi nwa-nne-i;
Inebo nwa-nwoke nne-i n'onweya ebubo asi.
21 Ife ndia ka imegolu, Mdebe azi du;
Ilolu na adisim ka idi nca:
Ma agamabalu i nba, debe azi *fa* n'usolo n'usolo n'anya-i.

22 Ma cighanu uce-unu na nka, unu ndi nezeọ Cuku,

Digitized by Google

Maka Mu adọkalie unu, ọmenwezi onye gazọputa:
23 Onye abuna onye culu ekene dika àjà nenyem otuto;
Onye nedozi uzọ-ya *ọfuma*
Ka Mgegosi nzọputa nke Cuku.

51

Ọdili Onye-isi Abu. Abu-ọma Defid: ka amuma Nethan biakutelu ya, ka ọnabakusili Bat-ṣiba.

1 Cuku, melum ebele, ka afọ-ọma-I si di:
Ka imelime ebele-I si di ficapu njefiemga.
2 Wucapu ajọ omumem n'imem ọfuma,
Ricapu azi njọm n'arum.
3 Makana munwa malu njefiem-ga:
Njọm di azi n'irum mgbe nine.
4 Ọbu Ngi, sọsọ I, ka mmegolu njọ medide,
Me azi ife bu ajọ ife n'anya-I:
Ka Iwelie olo mgbe Inekwu okwu,
Pua azi ya mgbe Inekpe ikpe.
5 Ne, amulum n' ajọ omume;
Nime njọ azi ka nnem tulu imem.
6 Ne, Inacọ ezi-okwu n'akuku di-ga nime:
Igeme azi ka mnwe amamife n'akuku zolu nzuzo.
7 Welu *hisọp* wucam, na agamenwu unwu:
Wuam aru, na agamenwukali sno.
8 Mem ka mnu onu ngoli na onu aṅuli;
Ka ọkpukpu nke Ikpajigolu wegolie.
9 Zopu iru-I na njọm-ga,
Ficapu azi ajọ omumem nine.
10 Cuku, kelum obi nwulu unwu;
Menwo azi mọ kwusi ike nimem.
11 Acupukwanam n'iru I;

Digitized by Google

Ewepukwana mọ nsọ I azi nimem.
12 Nyecigham ngoli nke nzọputa-I :
Welu mọ afọ-ofufo kwanita-azim.
13 Mgbe afu ka mgakuzili ndi njefie uzọ-I-ga ;
Ndi ọjọ azi gecighakute I.
14 Cuku, naputam n'aka ọmuma-ikpe ọcu, Ngi Cuku nke nzọputam ;
Ilem *azi* gabu abù ngoli maka ezi omume-I.
15 Dinwenum, gughe egbugbele-ọnum ;
Ọnum azi gekwuputa otuto-I.
16 Makana icu-aja adasọ I ; ọmezi na akamenye I :
Àjà-nsule adasọ I manca.
17 Ajà nke Cuku bu-ga mọ tiwalu etiwa :
Cuku, obi tiwalu etiwa nke cifialu ecifia Imeneni ya.

18 Melu Zaion nmá etu ife-ya si asọ I :
Do aja-ga nke Jerusalem.
19 Mgbe afu àjà-ga nke ezi omume gasọ I usọ, àjà-nsule na aja isulesi nca *gasọ azi I* :
Mgbe afu ka fa gacu oke efi n'ebe-icu-aja-I.

52

Ọdili Onye-isi Abù. Maskil Defid : mgbe Doeg onye Idom ji bia gosi Sọl, wesi ya, Defid abiago n'unọ Ahimelek.

1 Gini melu iji anya isi n' ajọ ife, ngi onye bu odogu ?
Ebele nke Cuku *nadidide* ogonogo ubọsi nine.
2 Ile-i nezuputa ife jọgbulu onweya ;
Dika aguba di nkọ, nalu ọlu aghughọ.
3 Ifulu ajọ ife n'anya kalia ezi ife ;
Fu azi ikwu okwu asi *n'anya* kama ikwu ezi omume. [Sela.

Digitized by Google

4 Ifulu okwu nine neno eno n'anya,
Ngi ile aghughọ.
5 Cuku gesi azi nọfu tikpọ i ọkpu,
Ọgebepu i, si n' ikwu-i dọkpupu i, si azi n'ani ndi di ndu ropu i. [Sela.
6 Ndi ezi omume gafu azi *ya*, wetua egwu,
Mua azi ya amu, *si*,
7 Ne, nwoke nka bu onye nemerọ Cuku iga-ya;
Ma ocekwubelu imelime àkù-ya,
Me azi onwcya ka ọdi ike n'ife jọgbulu onweya nke ọneme.
8 Ma munwa, adim ka osisi ọlif nwelu ndu n'unọ Cuku:
Anamecekwube afọ-ọma Cuku ebe-ebe ebe-ebe.
9 Agamekene I ebe-ebe, makana ọbu Ngi megolu ya:
Agamege azi afa-I, makana ọdi nma, n'iru ndi-afọ-ọma-I.

53

Ọdili Onye-isi Abu; emelu ka ọdabanye na Mahalat. Maskil Defid.

1 Onye nsọkwu ekwugo n' obi-ya, na Cuku ọbuna adirọ.
Fa ebibisigo, fa emeg› azi ajọ omume nke bu alu;
Ọnwerọ ofu onye efu neme ezi ife.
2 Cuku si n'enu-igwe nekwasi umu nke madu anya,
Ka Ọwefu ma ọnwelu onye malu ife,
Nke nacọ Cuku.
3 Fa nine n'ofu n'ofu ecighasigo azu; fa nca gbalulu agbalu n'ofu;

Digitized by Google

Ọnwerọ onye ọbuna neme ezi ife, mba, ọnwerọ ofu efu nca.
4 Ndi nalu ajọ ọlu amarọ ife ka ?
Ndi nelicapu ndi nkem *ka fa si* eli nni,
Ndi danakpọku Cuku azi.
5 N'ebe afu ka agadaga egwu tulu fa, n'ebe egwu ọbuna nadirọ :
Makana Cuku esesago ọkpukpu onye nyerubelu ikwu imedide i ;
Imego ka ifele me fa, makana Cuku ajugo fa.
6 Ifugodu ife nzọputa Israel gesi na Zaion puta !
Mgbe Cuku ji cicigha ndi-Ya adọlu n' agha,
Mgbe afu ka Jekob gegoli, Israel gaṅuli ạzi aṅuli.

54

Ọdili Onye-isi Abù ; n'ubọ-akwala-ga, Maskil Defid : mgbe ndi Zif ji bia gagwa Sọl, Defid ezonyerọlu ayi ka ?

1 Cuku, zọputam, sitena afa-I,
Kpe-azim ikpe n'ike-odogu-I.
2 Cuku, nulu ekpelum ;
Ge nti n'okwu nke di-ga n'ọnum.
3 Makana ndi-ọbia binili imedidem,
Ndi anatulu egwù agadaga acọgo azi nkpulu-obim :
Fa edeberọ Cuku n'iru-fa. [Sela.
4 Ne, Cuku bu Onye nenyelum aka :
Dinwenum nọnyelu ndi nakwado nkpulu-obim.
5 Ọgemekwulu ndi necem anwu ajọ ife :
Gbusisia fa n'ezi-okwu-I.
6 Agameji àjà afọ-ofufo wecunyelu I :
Jehofa, agamekene afa-I, makana ọmaka.
7 Makana Ọnaputagom n'afufu nine ;
Anyam afugo azi *ife mcọlu* n'aru ndi-ilọm.

Digitized by Google

55 *Ọdili Onye-isi Abù ; n'ubọ-akwala-ga. Maskil Defid.*

1 Cuku, ge nti n'ekpelum ;
Ezobekwana Onwei n'ayiyọm.
2 Na nti, za-azim :
Adamanọ ofu ebe n'icighali-obim, mnasu azi ude ;
3 Maka ifi onu onye-ilo,
Maka ifi nkpagbu ajọ madu ;
Makana fa bolum ajọ omume,
N'iwe azi fa namanyem.
4 Onewutam agadaga nime obim :
Egwù-ga nke ọnwu dakwasilim.
5 Ujọ na aru-ima-nni ekwudogom,
Nkuja ekpudogo-azim.
6 Ma asim, Ifugodu ife mnwelu nku-ga ka nduli !
Akamefepu, gezulu ike.
7 Ne, akamefughaliba n'ọte-aka,
Akamanwu ula n' ọfia kwu nkiti. [Sela.
8 Akameme ngwa gbanari oke ikuku na ifufe
Gbasi n'ebe izelu ndo.
9 Dinwenum, no *fa* kesa azi ile-fa :
Makana afugom ife-ike na inu-ọgu n'obodo.
10 Efifie na ucici fa nagarube ya okilikili n'enu aja-ya-ga :
Ajọ ọlu azi na ife ilu-aru di-ga n'etiti ya.
11 Ife jọgbulu onweya di n'etiti ya :
Nkpagbu na aghughọ apuro n'ọnu-ilo-ya-ga.
12 Makana ọburọ onye-ilo kpalilim ;
Mgbe afu ọkekwem dido ya :
Nke ọnabu onye kpọlum asi melu onweya nuku medidem ;
Mgbe afu akamezonari ya onwem :
13 Ma ọbu nginwa, onye mu na i ra,

Digitized by Google

Onye-ukpam, na ọyi obim.
14 Ayi narakọ alo usọ,
Ayi sonyelu ìgwè madu je u'unọ Cuku.
15 Me ka ọnwu kwudo fa na ntumade,
Me ka fa zida nime Ṣeol na ndu:
Makana ajọ ife di n'unọ-fa, n'etiti fa.
16 Ma munwa, agamakpọku Cuku;
Jehofa gazọputa-azım.
17 Anyasi, na ututu, na oke efifie nabọ, ka mgacighali obim, nasu azi ude:
Ọganu azi onum.
18 Ọgbaputagọ nkpulu-obim n'agha nke nemedidem tinye ya nime ndokwa:
Makana fa rili nne bu ndi nanusom ọgu.
19 Cuku ganu, za azi fa,
Bú Onye nọli gbo, [Sela.
Ndi nenwerọ ndighali ọbuna,
Ndi nadatulu Cuku egwu azi.
20 Ọsetipugo aka-ya imedide etu ndi fa na ya di na ndokwa:
Omebigo àgbà-ya.
21 Ọnu-ya telalu ka bọta,
Ma obi-ya bu agha:
Okwu-ya dikalili udé na nlo,
Ma fa bu nmà-agha amiputalu amiputa.
22 Bulu ibu-i bo Jehofa, Yanwa gakwado azi i:
Ọmekwenata ka eropu onye ezi omume ebeebe.
23 Ma Nginwa, Cuku, geweda fa nime ónùnù nbibi:
Ndi agu ọbala nagu na ndi aghughọ amadilu ọkala ubọsi-fa;
Ma munwa gecekwube I.

Digitized by Google

56 *Ǫdili Onye-isi Abu ; emelu ka ǫdabanye na Jonat elem rehokim. Nke Defid : Miktam : mgbe ndi Filistia ji nwude ya na Gat.*

1 Cuku, melum ebele; makana madu naco inom :
Ogonogo ubǫsi nine ǫnemegbum n'inusom ogu.
2 Ndi necem anwu naco inom ogonogo ubǫsi nine :
Makana fa rili nine bú ndi ji ngala anusom ogu.
3 N'ubǫsi mnatu egwu,
Agamecekwube I.
4 Na Cuku ka mgeto okwu-Ya :
Cuku ka mcekwubegolu, mmatu egwu ;
Gini ka madu pulu imem ?
5 Ogonogo ubǫsi nine ka fa nagha okwum-ga :
Ilolo-fa nine bu imedidem ajǫ ife.
6 Fa kpǫkǫbalu onwefa ǫnu, fa zobe onwefa,
Fa riba ije-ukwum ama,
Ǫbunadu etu fa gegolu nkpulu-obim :
7 Fa gagbapu sitena ajǫ ǫlu ka ?
Cuku, buda ndi afu-ga, n'iwe.
8 Nginwa nagu nfughalim ǫnu :
Gbanye anya-milim nime kalama-akpukpǫ-I ;
Edero fa n' akwukwǫ-I ka ?
9 Mgbe afu ndi-ilom gericigha azu u'ubǫsi mga-kpǫku I :
Nka ka mmalu, na Cuku dilim.
10 Na Cuku ka mgeto okwu-*Ya :*
Na Jehofa ka mgeto okwu-*Ya.*
11 Cuku ka mcekwubegolu, mmatu egwu ;
Gini ka madu pulu imem ?
12 Cuku, nkwa-I di-ga nsǫ dim n'isi :

Google

Agamacunye I aja ekene.
13 Makana Inaputago nkpulu-obim n'ǫnwu;
Inaputarǫgo ukwum-ga n'ida-ada ka?
Ka mwenaga n'iru Cuku
N'ìfè nke ndi di ndu.

57

Ǫdili Ǫnye-isi Abu; emelu ka ǫdabanye na Al-taṣet. Nke Defid: Miktam: mgbe oji gbapulu Sǫl n'ugbò.

1 Cuku, melum ebele, melum ebele;
Makana nkpulu-obim gbabalu nime I:
Eye, na ndo nke nku-I-ga ka mgagbaba,
Genye mgbe ife *ndia* jǫgbulu onwefa gafegalu.
2 Agamakpǫku Cuku Onye Kasi Enu;
Kpǫkue Cuku Nke gemezulum *ife nine.*
3 Ogesi n'enu-igwe ziputa ozi, zǫputa-azim,
Mgbe onye nacǫ inom nakpalim; [Sela.
Cuku geziputa afǫ-ǫma-Ya na ezi-okwu-Ya.
4 Nkpulu-obim di n'etiti agaba-ga;
Edinam *n'etiti* ndi esulelu ǫku,
Ǫbunadu umu nke madu, ndi ézé-fa bu ubè na ufele,
Ile-fa azi bulu nmà-agha di nkǫ.
5 Cuku, ka ebunie I kalia enu-igwe-ga;
Ka otuto-I ka uwa nine enu.

6 Fa gbalu ukwum ǫnya;
Nkpulu-obim rulu erulu:
Fa egwugo onunu n'irum;
Fa n'onwefa adabago nime ya. [Sela.
7 Cuku, obim kwusi ike, obim kwusi ike:
Agamabu abù, eye, agamabu*ku I* abu-ǫma.
8 Teta, otutom; teta, ùnè na ubǫ-akwala:
Agamakpǫte ci ofufo.

Digitized by Google

9 Dinwenum, agamekene I n'etiti ndi *nine n'uwa:*
Agamabuku I abu-ọma n'etiti mba-ga.
10 Makana afọ-ọma-I di nuku welue enu-igwe-ga,
Ezi-okwu-I azi lue n'igwe-ga.
11 Cuku, ka ebunie I kalia enu-igwe-ga;
Ka otuto-I ka uwa nine enu.

58

Ọdili Onye-isi Abu; emelu ka ọdabanye n' Al-taṣet. Nke Defid: Miktam.

1 Ezi omume nke kwesili ka unu kwue bu ogbi ka?
Unu nekpekwọ ikpe kwu ọtọ, unu umu nke madu?
2 Eye, nime obi unu neme ajọ omume;
Unu nesì ife-ike di n'aka-unu n'uwa.
3 Ndi ajọ madu bu ndi-ọbia sitena afọ *nne-fa:*
Amura fa, fa ejefiebe, nekwu okwu asi.
4 Edide-fa di ka edide agwọ:
Fa di ka aju-ani cili nti nke macitalu nti-ya;
5 Nke nadanu onu ndi-ùlà,
Ọmakà fa ejinà uce nalà fa.
6 Cuku, tijie ézé-fa n'ọnu-fa:
Jehofa, tikwopu nuku ézé nke ikolọbia agaba.
7 Me ka fa gbaze dika mili nke neru ọsisọ:
Mgbe odolu ufele-ya-ga, me ka fa di ka agasi na ebepulu fa.
8 *Me ka fa* di ka ejuna naga nagbaze:
Dika nwa nke nwayi mukwolu, nke nekilirọ anya-anwu.
9 Tupu ogwu eme ka ite-unu walu,
Ogeji oke ikuku wekusa fa, ife di ndu na ife nenwu ọku n'ofu aka.

Digitized by Google

10 Onye ezi omume gaṅuli ma okilie ọ́bọ̀ afu :
Ọgaca ukwu-ya n'ọbala ajọ madu.
11 Nya ka madu geji si, Ezie ine-ọlu nadili onye ezi omume :
Ezi-okwu, Cuku di Nke nekpe ikpe n'uwa.

59 *Ọdili Onye-isi Abu ; emelu ka ọdabanye n' Al-taṣet. Nke Dẹfid : Miktam : mgbe Sọl ji zie ozi, fa wecebe unọ igbu ya.*

1 Cuku nkem, naputam n'aka ndi-ilom :
Debem n'ebe di enu maka ndi nakwuni imedidem.
2 Naputam n'aka ndi nalu ajọ ọlu,
Zọputa-azim n'aka ndi agu ọbala nagu.
3 Makana, ne, fa nece n'uzọ maka ndum ;
Ndi-odogu kpọkọbalu onwefa ọnu imedidem :
Jehofa, ọburọ maka njefiem, nke ọnabu maka njọm.
4 Fa gbalu ọsọ gedozie onwefa n'ebe mnenwerọ ikpe-ọmuma ọbuna :
Teta ka ikwụdom, nebe azi anya.
5 Ọbunadu Nginwa, Jehofa Cuku nke usu *ndi-agha, bú* Cuku nke Israel,
Binie ineta mba nine :
Emenalu ndi ajọ ọlu ndi nalafu nlafu ebele.
[Sela.
6 Fa cighalu n'anyasi, fa nagbọ uja dika nkita,
Nagarube azi obodo okilikili.
7 Ne, fa ji ọnu-fa ekupu uzù ;
Nma-agha di-ga n'egbugbele-ọnu-fa :
Fa si, Makana kedu onye ganunu ?
8 Ma Nginwa, Jehofa, gamu fa amu ;
Igeme mba nine akaje.
9 Ngi ikem, agamnege I : makana Cuku bu uno-enum.

Digitized by Google

10 Cuku nke afọ-ọmam gabia gezutam:
Cuku gekwe ka mfu *ife mcọlu* n'aru ndi necem anwu.
11 Egbuna fa, maka ndim ecezọ:
Welu ike-I me ka fa fughaliba, buda azi fa,
Ngi Dinwenu-ayi *bú* ọta-ayi.
12 *Maka* njọ nke ọnu-fa, *na* okwu egbugbele-ọnu-fa-ga,
Me ka anwude fa ọbunadu nime ngala-fa,
Ya na maka nkọca na okwu-asi nke fa nekwu.
13 Kpocapu fa n'ọnuma-I, kpocapu fa, ka fa ghalu inọnwozi ọzọ:
Ka fa malu azi na Cuku neci na Jekob.
Genyena ebe uwa jedebelu. [Sela.
14 Me azi ka fa cigha n'anyasi, ka fa gbọba uja dika nkita,
Nagarube obodo okilikili azi.
15 Fanwa ganefughali maka ife olili,
Celu azi ucici nine ma ọbuluna afọ ejurọ fa.
16 Ma munwa gabu abù maka ike-I;
Eye, agamabu abù ngoli maka afọ-ọma-I n'ututu:
Makana Ibugoli unọ-enum,
Bulu azi ebe-ngbaba n'ọge nkpam.
17 Ọbu Ngi, bu ikem, ka mgabuku abu-ọma:
Makana Cuku bu unọ-enum, bú Cuku nke afọ-ọmam.

60

Ọdili Onye-isi Abù; emelu ka ọdabanye na Ṣuṣan Edut: Miktam Defid, ikuzinu: mgbe oji ebuso Aram-naharaim na Aram-zoba agha, Joab wecigha, tigbue ndi Idom ula-nnu na nnu ili na Mgbulugudu Nnu.

1 Cuku, Itufugo ayi, Itikpọdago ayi;
Iwego iwe; kpọcigha ayi ọzọ.

Digitized by Google

2 Imego ka ani marubebe; Itiwago ya:
Dozie ntiwa di-ga ya; makana ọnarurube arurube.
3 Igosigo ndi nke I ife si-ga-lu ike:
Imego ayi ka ayi la manya nke bu isọ-ngọngọ.
4 Inyego ndi natulu I egwu ọkọlọtọ,
Ka ewegosi ya maka ifi ezi-okwu. [Sela.

5 Ka ewedọputa onye Ifulu n'anya,
Welu aka-nni-I zọputa, za azi ayi.
6 Cuku ekwugo okwu n'idi-nsọ-Ya; agamanya isi:
Agameke Ṣekem, sìputa azi ngbulugudu Sọkot.
7 Gilead bu nkem, Manase bu azi nkem;
Ifraim bu azi ife izedo isim;
Juda bu ọgbanci-eze nkem.
8 Moab bu ite-ica-*ukwum*;
Agamawuralu Idom akpukpọ-ukwum:
Filistia, kpọba nkpu maka ifim.
9 Onye gakpọbam n'obodo egwurubelu iga?
Onye dulugolum je n'Idom?
10 Cuku, Itufurọgo ayi ka?
Cuku, Idesozi usu-ndi-agha-ayi *eje agha.*
11 Nyelu ayi aka imedide onye namanye ayi:
Makana nzọputa madu bu ife nkiti.
12 Sitena Cuku ayi geme ife dinkpa:
Makana ọbu Yanwa gazọtu ndi namanye ayi.

61 *Ọdili Onye-isi Abù; n'ubọ-akwala. Nke Defid.*
1 Cuku, nulu abum;
Na nti n'ekpelum.
2 Sitena ebe uwa jedebelu ka mgakpọku I,
mgbe ufu nekpu nkpulu-obim:

Google

Dulum rọgo n'enu nkpuma nke kam enu.
3 Makana Ibugolum ebe ngbaba,
Unọ-enu sili ike ipu n'aka onye-ilo.
4 Agamebi n'ikwu-I ebe-ebe:
Agamagbaba n'ebe nzuzo bú nku-I-ga. [Sela.
5 Makana Nginwa, Cuku, anugo nkwam di-ga nsọ:
Inyego ndi natulu afa-I egwu ọkù-fa.
6 Igetinye ubọsi-ga n'ubọsi eze:
Arọ-ya gadi ka imelime ndudugandu.
7 Ọganọ n'iru Cuku ebe-ebe:
Kwadebe afọ-ọma na ezi-okwu, ka fa wecebe ya.
8 Nya ka mgeji buku afa-I abu-ọma ọkpu,
Ka mweneme nkwam di-ga nsọ kwada.

62

Ọdili Onye-isi Abù; ka esi abù abù nke Jedutun. Abu-ọma Defid.

1 Nkpulu-obim nedelu du nege sọ Cuku:
N'aka-Ya ka nzọputam si bia.
2 Ọbu sọ Ya bu nkpumam na nzọputam:
Ọbu unọ-enum; ameropusim nca.
3 Ọge one ka unu ganawaku madu,
Ka unu wegbue *ya*, unu nine,
Dika aja kejili ekeji, dika ogige nada ada?
4 Fa gbalu sọ izu ikwatu ya n'ọkwa-ya di enu;
Así bu ife nasọ-ga fa usọ:
Fa ji ọnu-fa enye ngọzi, ma fa ji ime-obi akpọ iyi. [Sela.
5 Nkpulu-obim delu du gebe sọ Cuku;
Makana itu-anyam nesite n' aka-Ya.
6 Ọbu sọ Yanwa bu nkpumam na nzọputam:
Ọbu unọ-enum; ameropum.

Digitized by Google

7 N'ebe Cuku nǫ ka nzǫputam na otutom di :
Nkpuma nke ikem, na ebe-ngbabam, bu Cuku.
8 Cekwubenu Ya mgbe nine, unu ndi *nke Ya* ;
Ruputanu obi-unu n'iru Ya :
Cuku bulu ayi ebe ngbaba. [Sela.
9 Ezie ndi di ani bu sǫ ofu nku-ume, ndi di azi enu bu-ga así :
Amesìta fa ife ǫbuna n'ife-òsìsì ;
Ewekǫ fa ǫnu fa dikalili ofu nku-ume na nfe.
10 Ecekwubena na nkpagbu,
Nke ineme onwei ife nkiti sitena npum :
Ǫbuluna àkù abawanye, unu atukwasina obi-unu *na ya.*
11 Cuku ekwugo ofu nkwu okwu,
Ugbolo nabǫ ka mnugolu nka :
Na ike bu nke Cuku :
12 Ǫbu azi Ngi, Dinwenum, nwe afǫ-ǫma :
Makana Nginwa nenyecigha madu nine n'ofu n'ofu ka ǫlu-ya si di.

63

Abu-ǫma Defid, ka ǫnǫ n'ǫfia kwu nkiti nke Juda.

1 Cuku, Ngi bu Cuku nkem ; agameji uzǫ ututu wecǫba I :
Agu-I nagu nkpulu-obim, arum nacǫsi I ike,
N'ani ǫkpǫ-nku na ani ike-ǫgwugwu, ebe mili ǫbuna nadirǫ.
2 Ǫbu nǫfu ka mkiligolu I n'ebe nsǫ,
Ifu ike-I na otuto-I.
3 Makana afǫ-ǫma-I ka ndu nmá ;
Egbugbele-ǫnum geto I.
4 Ǫbu nǫfu ka mgesi gǫzi I ebe mdi ndu :
Agamacinita akam n'afa-I.
5 Afǫ geju nkpulu-obim dika eji umi-anu na abuba-anu weliju ;

Digitized by Google

Ọnum azi geji egbugbele-ọnu abù ngoli weto I;
6 Mgbe mcetalu I n'enu àkwà-edinam,
Nelo *azi* maka I na nce ucici-ga.
7 Makana Ibulugo inye-akam,
Na ndo nku-I-ga ka mgabu abù ngoli.
8 Nkpulu-obim neso I aru na aru:
Aka-nni-I nakwadom.
9 Ma ndi nacọ nkpulu-obim, igbusisi *ya*,
Gaba nime ọmu-ani ani.
10 Agaralu fanwa nye n'ike nke nmà-agha:
Fa gabu òkè nke nkita ọfia-ga.
11 Ma eze gañuli na Cuku:
Onye ọbuna nañu iyi sitena Ya ganya isi;
Makana agekpuci ọnu ndi nasi así.

64

Ọdili Onye-isi Abu. Abu-ọma Defid.

1 Cuku, nulu onum n'icighali-obim:
Cebe ndum ka mpua n'egwu onye-ilo.
2 Zobem ka mpua n'alo nzuzo nke ndi neme ajọ ife;
N' ìgwè ndi nalu ajọ ọlu:
3 Ndi mudelu ile-fa dika nmà-agha,
Fa edogo azi ufele-fa, *bú*-ga okwu nenu inu:
4 Ka fa wenọdu n'ebe di nzuzo wegba onye zulu oke ufele:
Fa gbalu ya na ntumade, nátú egwu ọbuna.
5 Fa melu ka ajọ ife fa nekwu n'onwefa sie ike;
Fa nekwu n'etiti fa maka igba ọnya na nzuzo;
Fa nasi, Onye gafu fa?
6 Fa nacọputa ajọ omume-ga; *fa nasi*, Ayi ezuputago ife afu ọfuma:

Digitized by Google

Ilolo obi-fa nine n'ofu n'ofu, na obi-*fa*, mili emi.
7 Ma Cuku gagba fa;
Ageji ufele wemelu fa aru na ntumade.
8 Agesi nọfu me ka fa sọ ngọngọ, ebe ile onwe-fa gemedide fa:
Ndi nine fulu fa geferube isi.
9 Madu nine azi gatu egwu;
Fa gakọ azi ọlu Cuku,
Welu azi amamife nagbanye omume-Ya.
10 Onye ezi omume gaṅuli na Jehofa, gbaba azi nime Ya;
Ndi nine kwu ọtọ n'obi azi ganya isi.

65

Ọdili Onye-isi Abu. Abu-ọma. Abù Defid.

1 Cuku, otuto nege I na Zaiou:
Ọbu azi I ka agemelu nkwa di nsọ.
2 Ngi Onye nanu ekpelu,
Ọbu I ka madu nine gabiakute.
3 Okwu-ga nke ajọ omume esikalum ike:
Ma njefie-ayi, Nginwa gekpuci fa.
4 Aṅuli nadili onye Irọtalu, neme azi ya ka ọkpudebe *I* nso,
Ka owebili n' ogige-I-ga:
Afọ ezi ife nke unọ-I geju ayi, ebe nsọ nke unọ-*nsọ*-I.
5 Igeji ife di-ga egwu weza ayi n'ezi omume,
Ngi Cuku nke nzọputa-ayi;
Ngi Onye bu ife ncekwube nke ebe uwa nine jedebelu,
Na nke ndi nọ n'ọte-aka n'enu orimili nnu:
6 Nke ji ike-Ya weme ka nuku ugwu-ga kwusie ike;
Ebe eji ike odogu wefierube Ya okilikili:

7 Nke neme ka nkpọtu orimili nnu delu,
nkpọtu akpoli-fa-ga,
Na nkpọtu nke ndi *nine n'uwa.*
8 Ndi bi n'akuku tekalisili aka natu egwu n'ife-
arima-I-ga:
Ineme ka ci-ofufo na anyasi bua abù *ngoli.*
9 Ineneta ani, nezowusa ya mili,
Ineme ka ọmasia agadaga;
Orimili Cuku lujulu na mili:
Inedozili fa ọkà, mgbe Isi nọfu dozisi ani.
10 Inezowusa ani-ya alulu alu imelime mili;
Inetela ebe di-ga enu ya:
Ineji nṣanṣa-mili eme ka ọdi nlo;
Inagọzi ife opupu di ya.
11 Ineji ezi ife-I ekpube arọ n'isi;
Ọkpu-uzọ-I azi natusisi-ga abuba.
12 Fa natuwusa ebe-ita-nni-ga nke ọfia kwu nkiti:
Eji azi ngoli wefierube ngongo-ga.
13 Eji ìgwè atulu weyikpo ebe-ita-nni-ga;
Mgbulugudu azi kpalacili n'ọka;
Fa nakpọ nkpu aṅuli, fa nabu azi abù.

Ọdili Onye-isi Abù. Abù, Abu-ọma.

66 1 Kpọba nkpu *aṅuli* nye Cuku, ngi uwa
nine:
2 Busabanu otuto afa-Ya n'abu-ọma:
Menu ka otuto-Ya tobe Ya.
3 Sinu Cuku, Nekene ka ọlu-I si di-ga itulu
egwu!
Sitena idi-nuku nke ike-I ka ndi-ilo-I geji
runatalu I isi.
4 Uwa nine gesekpulu I,
Fa gabuku azi I abu-ọma;
Fa gabuku afa-I abù.

Digitized by Google
[Sel-

5 Bianu, gafu ọlu-ga nke Cuku;
Ọdi itulu egwu n'omume-Ya n'ebe umu nke madu nọ.
6 Ọmelu ka orimili nnu ghọru ani ọkpọnku:
Fa gafelu orimili n'ukwu nkiti:
Ebe afu ka ayi ṅulili na Ya.
7 Oji ike-odogu-Ya aci ebe-ebe;
Anya-Ya nenedo mba-ga:
Ka ndi isi-ike ghalu ibuni onwefa. [Sela.
8 Gọzibenu Cuku-ayi, unu ndi *nine n'uwa*,
Me-azi-nu ka anu onu otuto-Ya:
9 Onye netinye nkpulu-obi-ayi nime ndu,
Nadekwe ka eropu ukwu-ayi.
10 Makana Ngi, Cuku, anwago ayi:
Inucago ayi, ka esi anuca ọna-ọca.
11 Ngi kpọbatalu ayi nime ọnyà;
Ibulu agadaga ibu alọ bo ayi n'úkwù-ayi.
12 Imego ka madu cili anyinya-fa zọkwasi ayi ukwu;
Ayi gafelu ọku gafe azi mili;
Ma Ikpọputalu ayi tinye ayi nime àkù kwulu àkù.
13 Agameji àjà-nsule weba n' unọ-I,
Agamakwu I nkwaın di-ga nsọ;
14 Nke egbugbele-ọnum kwegolu,
Ọnum ekwugo azi, ka mnọ na nkpa.
15 Agamacunye I aja-nsule nke anu azulu ngbuli,
Nyelu ife ísì-usọ nke ebunu;
Agamacu oke efi na ewu-ga. [Sela.
16 Bianu, ka unu nu, unu nine ndi natulu Cuku egwu,
Agamakọ azi ife Ọmegolu nkpulu-obim.
Ejim ọnum wekpọku Ya,

Digitized by Google

Eji azi ilem webuni Ya.
18 Ǫbuluna anamenene ajǫ ǫlu nime obim,
Dinwenum amanu *onum:*
19 Ma ezi-okwu na Cuku anugo;
Ǫńago nti n'onu ekpelum.
20 Ńgǫzi dili Cuku,
Nke nacucigharǫ ekpelum, nke *Ǫnacucigha* afǫ-ǫma-Ya n'ebe mnǫ.

67

Ǫdili Onye-isi Abu; n'ubǫ-akwala-ga. Abu-ǫma, Abu.

1 Ka Cuku melu ayi ebele, ka Ǫgǫzie ayi,
Me azi ka iru-Ya mukwasi ayi; [Sela.
2 Ka ewemalu uzǫ-I n'enu uwa,
Malu nzǫputa-I n'etiti mba nine.
3 Cuku, ka ndi *nine n'uwa* kenebe I;
Ka ndi nine *n'uwa* kenebe I.
4 Me ka mba-ga nańuli ańuli nabu azi abù ngoli:
Makana Igeji ikpe kwu ǫtǫ wekpe ndi *nine n'uwa* ikpe,
Nedu azi mba di-ga n'enu uwa. [Sela.
5 Cuku, ka ndi *nine n'uwa* kenebe I;
Ka ndi nine *n'uwa* kenebe I.
6 Ani amasigo nni-ya:
Cuku, bu Cuku nke aka ayi, gagǫzi ayi.
7 Cuku gagǫzi ayi;
Ebe nine uwa jedebelu gatulu Ya egwu.

68

Ǫdili Onye-isi Abu. Abu-ǫma Defid, Abu.

1 Ka Cuku binie, ka acusa ndi-ilo-Ya;
Ka ndi kpǫ-azi-li Ya asi gbapu n'iru-Ya.
2 Ka esi ekupu anwulu, si nǫfu cupu fa:
Ka akpaka-anwu si agbaze n'iru ǫku,
Ka ndi ajǫ madu si nǫfu na n'iyi n'iru Cuk

Digitized by Google

3 Ma ka ndi ezi omume ṅuliba; ka fa nyaba isi n'iru Cuku:
Eye, ka fa golıbe n'aṅuli.
4 Bunyebenu Cuku abu, bukubenu afa-Ya abu-ọma:
Dozielunu Ya ọkpu-uzọ bú Onye likwasi anyinya gafekọ ebe madu nebirọ;
Afa-Ya bu Ja; negoli-azi-nu n'iru Ya.
5 Nna ndi nenwerọ nna, na Onye ikpe ndi-ajadu,
Bu Cuku n'ebe-obibi-Ya di nsọ.
6 Cuku neme ka onye sọ ya kwu bili n'unọ:
Ọnakpọputa ndi nji tinye fa n'ebe ife nagalu fa ọfuma:
Ma ndi isi-ike nebi n'ani kpọlu nku.

7 Cuku, mgbe Iji gaba n'iru ndi nke I,
Mgbe Iji agafe ọfia kwu nkiti; [Sela.
8 Ani marubelu,
Enu-igwe azi natusisi n'iru Cuku:
Ọbunadu Sainai nu *namarube* n'iru Cuku, *bú* Cuku nke Israel.
9 Ngi, Cuku, melu ka imelime mili zo,
Nginwa melu ka ùkwù-I kwusie ike, ka ike gwulu ya.
10 Usu ndi nke I bi n'ebe afu:
Ngi, Cuku, ji ezi ife-I wedozili onye ebudalu ebuda ife.
11 Dinwenu-ayi nenye okwu afu:
Umu-nwayi ndi zisalu ozi afu bu nuku usu.
12 Ndi-eze usu ndi agha gbanabalu, fa gbanabalu:
Nwayi nọ n'unọ neke ife anutalu n'agha.
13 Unu gedinanye n'etiti unọ atulu,

Digitized by Google

Dika nku nduli eji ọna-ọca ekpudo,
Welu azi ọna-edo nenwu akpa-manu wekpudo nku-ya-ga ?
14 Ka Onye pulu ime ife nine cusalu ndi-eze n'ebe afu,
Ọdi ka mgbe sno nezo na Zalmon.
15 Ugwu Beṣan bu ugwu nke Cuku ;
Ugwu Beṣan bu ugwu di agadaga enu.
16 Unu ugwu di enu, gini melu unu ji ene
Ugwu Cuku cọsigolu ike ka ọbulu ebe-obibi-Ya anya ?
Eye, Jehofa gebi *nime ya* ọkpu.
17 Ugbọ-ani nke Cuku di nnu kwulu nnu, *ọbu-nadu* ula-nnu kwulu ula-nnu :
Dinwenu-ayi nọ n'etiti fa, *dika na* Sainai, nime ebe nsọ.
18 Irọgogo n'enu, Idọlugo usu madu n'agha ;
Inatago onyinye n'etiti madu,
Eye, *n'etiti* ndi isi-ike azi, ka Ja Cuku webili *n'etiti fa.*

19 Ngọzi dili Dinwenu-ayi, Onye nebu ibu-ayi kwada,
Bú Cuku Onye bu nzọputa-ayi. [Sela.
20 Cuku bulu ayi Cuku nke nzọputa-ga ;
Jehofa Dinwenu-ayi ka uzọ isi n'ọnwu gbapu dili.
21 Ma Cuku getiwara isi ndi-ilo-Ya,
Tiwara isi ndundu nke etu onye nagalili n'ikpe-ọmuma-ya.
22 Dinwenu-ayi si, Agamesi na Beṣan kpọputa *fa* ọzọ,
Agamesi n'ọmu-ani orimili nnu kpọputa *fa* ọzọ :

Digitized by Google

23 Ka iwezọnye ukwu-i n'ọbala,
Ka ile nkita-i wekelu okè-ya n'aru ndi-ilo-*i*.
24 Cuku, fa afugo ka Isi aga,
Bú ka Cuku nkem, Eze nkem, si aga nime ebe nsọ.
25 Ndi abù naga n'iru, ndi ubọ nesota n'azu,
N'etiti umu-agbọ ka fa neti egwu *timbrel*.
26 Gọzibenu Cuku nime nzukọ-ga,
Ọbunadu Dinwenu-ayi, *unu tú ndi* nke isi-iyi Israel.
27 N'ebe afu ka nwantinti Benjamin nke naci fa nọ,
Ndi-isi Juda na ìgwè ndi-fa,
Ndi-isi Zebulon, ndi-isi Naftali.

28 Cuku-i etigolu ike-i iwu:
Cuku, me ka ife Ilugolu ayi, sie ike.
29 Maka ifi unọ-*nsọ*-I na Jerusalem
Ndi-eze gebutalu I ife-nru.
30 Balu ajọ anu nke ikpele orimili nba,
Ìgwè oke efi, na umu efi nke bu ndi *nine n'uwa*,
Nazọtọ ibe ọna-ọca n'ukwu;
Cusa ndi afu-ga agha nasọ usọ.
31 Ndi-nzele gesi n'Ijipt puta;
Itiopia gagbalu ọsọ setipu aka-ya nye Cuku.
32 Bunyebenu Cuku abù, unu ani-eze nke uwa;
Bukubenu Dinwenu-ayi abu-ọma; [Sela.
33 Ya bú Onye enu-igwe kasi enu, di-ga gbo, nebu *dika anyinya*;
Ne, Ọneme ka onu-Ya ra, *nke afu bulu azi* onu ike.
34 Bulunu ike nye Cuku:
Ọkaka-Ya di n'isi Israel,
Ike-Ya di azi n'igwe-ga.

Digitized by Google

35 Cuku, Isi n'ebe nke I di-ga nsọ di itulu egwu:
Cuku nke Israel, Yanwa nenye ndi-Ya ume na ike.
Ngọzi dili Cuku.

69

Ọdili Onye-isi Abu; emelu ka ọdabanye Ṣoṣanim. Nke Defid.

1 Cuku, zọputam;
Makana mili elulugom na nkpulu-obi.
2 Anamemi nime ogbu-ulu, ebe nenwerọ ebe nkwukwasi ọbuna:
Abiagom nime ogbu mili, ebe iji nelukpum.
3 Ikwa-ákwá emego ka ike gwum; akpili akpọsigom nku:
Anyam dasili ugbo ebe mnatu anya Cuku nkem.
4 Ndi kpọlum asi némé ife ọbuna kalili ntutu di-gam n'isi;
Ndi naco ibepum, ebe fa bu ndi-ilom n'uzọ asi, sili ike:
Mgbe afu mnyecigha ife mnewepurọ.
5 Cuku, Nginwa malu nsọkwum;
Ezonariro I ikpe-ọmumam-ga azi.
6 Ekwena ka ndi nege I me ifele sitenam, Ngi Dinwenu-ayi Jehofa nke usu *ndi-agha:*
Ekwena ka eweta ndi nacọ I na nneni sitenam, Ngi Cuku nke Israel.
7 Makana ọbu maka ifi I ka mji ebu nkpali;
Ifele ekpucitago irum.
8 Anamnabu onye ani madu n'ebe umu-nnam nọ,
Bulu azi onye ani madu n'ebe umu nnem nọ.
9 Makana ekwolo unọ-I elicapugom;
Nkpali-ga nke ndi nakpali I dakwasilim.

Digitized by Google

10 Ka mbelu akwa, welu azi ibu-ọnu *pia* nkpulu-obim *itali*,
Nke afu di na nkpalim.
11 Mgbe mji me ka ákwà-uju bulu ákwà-ọjijem,
Mbulu fa ife ira akuku.
12 Ndi nọ n'ọnu-uzọ-ilo nekwu makam;
Mbulu azi abù ndi-ọtu-manya.
13 Ma munwa, ekpelum bu n'ebe Inọ, Ngi Jehofa, n'ọge ọgasọ I.
Cuku, n'imelime afọ-ọma-I,
Zam n'ezi-okwu nke nzọputa-I.
14 Dọputam n'ulu, ekwena ka mmie:
Me ka anaputam n'aka ndi kpọlum asi, *ghọputa*-azim n'ogbu mili-ga.
15 Ekwena ka iji lukpuèm,
Nke Inekwe ka ogbu mili limiem;
Ekwena ka onunu kpucibidom n'ọnu-ya.
16 Jehofa, zam; makana afọ-ọma-I di nma:
Etu imelime ebele-I si di dom iru.
17 Ezonarikwana odibo-I iru-I azi;
Makana anọm na nkpa; zam ọsisọ.
18 Kpudebe nkpulu-obim nso, gbaputa azi ya:
Gbaputam maka ifi ndi-ilom.
19 Inama nkpalim, na ifelem, na nnenim:
Ndi namanyem fa nca nọ n'iru I.
20 Nkpali etiwago obim; aru nanwusi-azim ike:
Mtu azi anya ndi geme ebele, ma ofu onye efu adirọ;
Maka ndi igugu-obi azi, ma afurọm ofu onye efu.
21 Fa nye-azi-lim ònùnù anu ka ọbulu ife-olilim;
N'agu-milim azi fa nyelum manya gbakalu agbaka ilanu.
22 Me ka *tebel*-fa nke di n'iru-fa bulu igbudu;

Mgbe fa nọ azi na ndokwa, *ka ọbulu* ọnyà.
23 Me ka anya-fa gba ọcici, ka fa ghalu ifu uzọ;
Me azi ka úkwù-fa narulilili mgbe nine.
24 Rukwasi fa ajọ iwe-I,
Me azi ka ọnuma nke iwe-I kwudo fa.
25 Me ka ebe fa nyelu ikwu bulu nkpọnkpọ ebe;
Ka onye ọbuna ghalu ibi n'ikwu-fa-ga.
26 Makana fa nacu onye Nginwa tigolu ife;
Fa nakọ azi maka ife ngbu nke ndi Imetagolu ọnya.
27 Welu ajọ omume tinye n'ajọ omume-fa:
Ka fa ghalu ibia azi n'ezi omume-I.
28 Ka eficapu fa n'akwukwọ ndi di ndu,
Ka aghalu idenyekọ fa na ndi ezi omume.
29 Ma munwa bu onye ebudalu ebuda na onye ife negbu:
Cuku, ka nzọputa-I debem n'ebe di enu.
30 Agameji abù weto afa Cuku,
Agameji azi ekene weme Ya nuku.
31 Ọgadi azi nma n'anya Jehofa kalia efi,
Maọbu oke efi nke nwelu mpi na ikpata-ukwu.
32 Ndi anebuda ebuda afugo ya, ńulia azi aṅuli:
Unu ndi nacọ Cuku, ka obi-unu di ndu.
33 Makana Jehofa nanu onu ndi-ọgbenya,
Ọdeneni ndi-nji-Ya azi.
34 Ka enu-igwe na ani tobe Ya,
Orimili-nnu-ga, na ife ọbuna nagaghali nime fa.
35 Makana Cuku gazọputa Zaion, luzie azi obodo-ga nke Juda;
Fa gebi azi n'ebe afu, wenwelu ya.
36 Nkpulu nke ndi-odibo-Ya gekelu azi ya;
Ndi fu-azi-li afa-Ya n'anya gebi nime ya.

70

Ọdili Onye-isi Abu. Nke Defid ; ime ka eceta.

1 Cuku, *me ngwa* gazọputam ;
Jehofa, me ngwa genyelum aka.
2 Me ka ifele mebe fa ka emenye azi fa ifele n'iru,
Bú ndi nacọ nkpulu-obim :
Ka acucigha fa azu weta azi fa na nneni
Bú ndi ọnasọ usọ ma ajọ ife kwudom.
3 Me ka acucigha fa azu maka ifi ifele-fa
Bú ndi nasi, Ehe, Ehe.
4 Ka ndi nine nke nacọ I negoli nañuli azi na Ngi ;
Ka etu ndi fulu nzọputa-I n'anya nekwu mgbe nine,
Ka eme Cuku nuku.
5 Ma munwa bu onye ebudalu ebuda na ọgbenya ;
Cuku, me ngwa ibiakutem :
Nginwa bu inye-akam na Onye-nzọputam ;
Jehofa, anọna ọdu.

71

1 Jehofa na Ngi ka mgbabalu :
Ekwena ka ifele menutam ebe-ebe.
2 Welu ezi omume-I zọputam, me azi ka mgbapu :
Tọlum nti-I n'ani, zọputa-azim.
3 Bulu nkpuma nke ebe obibi n'ebe mnọ, ka mwenagbaba nime ya mgbe nine :
Itigo iwu izọputam ;
Makana Nginwa bu nkpumam na igam.
4 Cuku nkem, me ka mgbapu n'aka ajọ madu,
N'aka onye ajọ omume na aka onye neme ife ike.
5 Makana Nginwa, Dinwenu-ayi Jehofa, bu ife-itu-anyam :
Nginwa bu ncekwubem sitena nwata.

Digitized by Google

6 Aka-I ka eji kwadom sitena afọ *nnem:*
Nginwa bu onye weputalum n'afọ nnem:
Otutom gabu maka I mgbe nine.
7 Adim ka ife ebube n'ebe imelime nọ;
Ma Nginwa bu ebe-ngbabam sili ike.
8 Ọnum gejuputa n'otuto-I,
Ya na nsọpulu-I ogonogo ubọsi nine.
9 Etufukwanam n'ọge agadi;
Arapukwanam mgbe ikem gwusili nca.
10 Makana ndi-ilom nekwu makam;
Ndi nece azi nkpulu-obim nce narakọ alo ọnu,
11 Nasi, Cuku arapugo ya:
Cubanu ya ka unu nwude ya; makana ọnwerọ ofu onye efu gazọputa *ya.*
12 Cuku, anọtekwanam aka:
Cuku nkem, me ngwa inyelum aka.
13 Me ka ifele me fa ka ekpocapu ndi bu ndi nemedide nkpulu-obim;
Me ka ewelu nkpali na nneni kpudo ndi nacọ ka fa mem ajọ ife.
14 Ma munwa gatu anya mgbe nine,
Agametolili I azi nabawanye.
15 Ọnum gakọ ezi omume-I,
Na nzọputa-I ogonogo ubọsi nine;
Makana amarọm ọnu-ọgu-*ya.*
16 Agameji ọlu odogu-ga nke Dinwenu-ayi Jehofa webia:
Agamnefota ezi omume-I, *ọbunadu* sọ nke I.
17 Cuku, Ikuzigolum sitena nwata;
Anọm nakọli ọlu iti-nkpu-I-ga wepu ka-ọdinwọ.
18 Eye, Cuku, ọbunadu ka mmelu agadi nwe azi isi-awọ arapukwanam,

Digitized by Google

Genye mgbe mgeji kọsigodulu ndudugandu *ọzọ*
ọgwe-aka-I,
Wekọsigodulu madu nine gabia ọdi-n'iru n'ofu
n'ofu ka Isi bulu odogu.
19 Cuku, ezi omume-I azi, adika enu;
Ngi onye megolu nuku ife-ga,
Cuku, onye yili I?
20 Nginwa, Onye nyegolu ayi imelime afufu di
azi ufu,
Gatute ayi ndu ọzọ,
Gesi azi n'ogbu-ga nke uwa kpọgoputa ayi
ọzọ.
21 Me ka nuku mbu bawanye,
Rughalia ọzọ azi gaguguam.
22 Munwa geji azi ùnè wekene I,
Obunadu ezi-okwu-I, Cuku nkem:
Agameji ubọ-akwala webuku I abu-ọma,
Ngi Onye di Nsọ nke Israel.
23 Egbugbele-ọnum gabu abù ngoli mgbe mna-
buku I abu-ọma;
Na nkpulu-obim, nke Igbaputagolu.
24 Ilem azi ganekwu maka ezi omume-I ogonogo
ubọsi nine:
Makana ifele emebego fa, emenyego azi fa
ifele n'iru, bú ndi nacọ ka fa mem ajọ ife.

72

Nke Solomon.

1 Cuku, welu ikpe-I-ga nye eze,
Welu azi ezi omume-I *nye* nwa eze.
2 Ogeji ezi omume wekpe ndi nke I ikpe,
Welu ikpe kwu ọtọ *kpe* azi ndi nke I ebudalu
ebuda.
3 Ugwu-ga gebutalu ndi afu ndokwa,
Ngongo-ga azi, n'ezi omume.

Digitized by Google

4 Ọgekpe ndi ebudalu ebuda di n'etiti ndi-*ya* ikpe,
Ọgazọputa umu nke ọgbenya,
Tilisia azi onye nakpagbu nkpagbu.
5 Fa gatulu I egwu n'ebe anya-anwu dilili,
N'iru ọnwa azi, na ndudugandu nine.
6 Ogezo ka mili ozuzo n'enu ọzala asulu asu :
Dika nṣanṣa mili-ga nke nede ani.
7 N'ubọsi-ya ka ndi ezi omume gagbọwa *dika ototo osisi ;*
Na imelime ndokwa, genye mgbe ọnwa manadizi ọzọ.
8 Ọgaci azi sitena orimili nnu genyena orimili nnu,
Site azi n'Orimili genyena ebe uwa jedebelu.
9 Ndi bi n'ọfia kwu nkiti gakpọlu ya isi ani ;
Ndi-ilo-ya azi galaca etum.
10 Ndi-Eze Taṣiṣ na nke agwe-etiti-ga gebuta ife-nru-ga :
Ndi-eze Ṣiba na Siba genye ife onyinye-ga.
11 Eye, eze nine gadalu ani n'iru ya :
Mba nine gefe ya.
12 Makana ọgazọputa ọgbenya mgbe ọbelu akwa ;
Na onye ebudalu ebuda, nenwerọ onye inyelu ya aka.
13 Ọgemelu ndi nenwerọ ike na ndi-ọgbenya ebele,
Ọgazọputa azi nkpulu-obi ndi-ọgbenya.
14 Ọgagbaputa nkpulu-obi-fa n'aka nkpagbu na aka ife-ike ;
Ọbala-fa gadi azi oke ọnu n'anya-ya :
15 Fa gadi ndu ; ọbu azi yanwa ka agebunye nime ọna-edo nke Ṣiba :

Digitized by Google

Madu ganekpe ekpelu maka ya mgbe nine azi;
Fa ganagọzi ya ogonogo ubọsi nine.
16 Imelime ọka gadi n'ani n'enu ugwu-ga;
Nkpulu-ya ganeferube dika Lebanon:
Ndi bi azi n'obodo ganeso dika afifia n'ani.
17 Afa-ya gadidide ebe-ebe;
Afa-ya ganawasa n'iru anya-anwu;
Agagọzi azi madu nime ya;
Mba nine gakpọ ya onye aṅuli.

18 Ngọzi dili Jehofa Cuku, Cuku nke Israel,
Onye sọ Ya neme ife iti nkpu:
19 Ngọzi di-azi-li afa otuto-Ya ebe-ebe;
Ka uwa nine juputa n'otuto-Ya.
Amen, na Amen.

20 Ekpelu-ga nke Defid nwa Jese ejedebe.

AKWUKWỌ III.

Abu-ọma Esaf.

73 1 N'ezi-okwu Cuku di nma n'ebe Israel nọ,
Ọbunadu n'ebe etu ndi di ọca n'obi nọ.
2 Ma munwa, ukwum fọdulu nwa-ntinti ka fa sifie uzọ;
Ije-ukwum fọdulu nwa-pe ka fa gbucapu.
3 Makana anamekwoso ndi juputalu na ngala ekwolo,
Mgbe mfulu ndokwa ndi ajọ madu.
4 Makana agbu ọbuna adirọ n'ọnwu-fa:
Ma fa bu ndu n'aru-fa.
5 Fa anọrọ n'afufu dika madu *ọzọ;*
Nke anapia fa ajọ itali dika madu *ọzọ.*

Digitized by Google

6 Ya kpatalu na ngala di ka iyagba nke dirubelu
fa okilikili n'onu;
Ife-ike dika afe gbodolu fa.
7 Anya-fa tulupulu ibu n'abuba:
Ilolo obi-fa lujulu *ka mili.*
8 Fa neme akaje, fa nekwu azi okwu nkpagbu
n' ajọ ife:
Fa nekwu okwu di enu.
9 Fa edogo ọnu-fa n'ígwé-ga,
Ile-fa azi nagazu uwa.
10 Ya kpatalu ndi-Ya ji rughalia n'akuku a:
Fa lajulu mili nke afọ-ojuju afọ.
11 Fa nasi azi, Kedu ka Cuku si malu?
Onye Kasi Enu malu ife ka?
12 Ne, ndia bu ndi ajọ madu;
Ebe fa nọ azi n'aru-ofufo ebe-ebe, fa naba-
wanye n'àkù.
13 Ezie na nkiti ka mji wuca obim,
Kwọ azi akam nime eme-ife ọbuna;
14 Makana ogonogo ubọsi nine ka anapiam ajọ
itali,
Nabalum nba kwa ututu.
15 Ọbuluna ekwugomli, si, Agamekwu nọnwọ;
Ne, ewelugomli uzọ aghughọ wemeso ndudu-
gandu nke umu-I.
16 Mgbe mzubelu ka mgesi ma nka,
Ọbu idọ-àkànyà n'anyam;
17 Genye mgbe mji ba n' ebe nsọ nke Cuku,
Wecighalia uce na njedebe ikpeazu fa.
18 Ezie Idebelu fa n'ebe nanọ-ga anọ:
Ikwatulu fa nye na nbibi.
19 Nekene ka fa si bulu nkpọnkpọ ebe na nwa
ọge!
Eji akpajiji bepusi fa nca.

Digitized by Google

20 Dika nlọ ma madu teta ula;
Nọfu, Dinwenu-ayi, mgbe Itetalu, Igeneni onyinyo-fa.
21 Makana obim gbakalu agbaka,
Ọnadutu-azim nime akulum-ga.
22 Ka msi bu ka anu ọfia, na onye namarọ ife;
Abum sọ ajọ anu n'iru-I.
23 Ka osina di munwa nọnyelu I mgbe nine:
Ijidegom n'aka-nnim.
24 Igeji alọ-I wenedum,
Emesia azi Ikpọlum ba nime otuto.
25 Onye ka mnwelu n'enu-igwe *belu sọ I?*
Ọnwerọ onye ife-ya sọlum n'uwa belu sọ I.
26 Arum na obim agwusia nca:
Ma Cuku bu nkpuma nke obim na okè nkem ebe-ebe.
27 Makana, ne, ndi nọtelu I aka gana n'iyi:
Igbusisigo ndi nine rapulu I jebe iyi ọyi.
28 Ma ọdi munwa nma ikpudebe Cuku nso:
Emegom Dinwenum Jehofa ebe-ngbabam,
Ka mweko ọlu-I nine.

74

Maskil Ezaf.

1 Cuku, gini kpatalu Iji tufue ayi ọkpu?
Gini kpatalu anwulu iwe-I ji akwugbu atulu nke ebe ita-nni nke I?
2 Ceta ìgwè ndi-I, nke Igbagolu gbo,
Nke Igbaputagolu ka ọbulu ebo nke ùkwù-I;
Na ugwu Zaion, nke Ibigolu nime ya.
3 Cinie ukwu-I *bia* na nkpọnkpọ ebe ọkpu,
Ajọ ife nine nke onye-ilo megolu n'ebe nsọ.
4 Ndi nemedide I agbọgo uja n'etiti nzukọ-I;
Fa akwubago ọkọlọtọ-fa ka fa bulu ife arima.

5 Fa melu onwefa ka amalu afa-fa dika ndi bunitalu
Anyike igbutu ugboko.
6 Akika nine atu-ga-lu ya
Kita ka fa ji anyike na otùtù wetilisi.
7 Fa esulego ebe nsọ I ọku ;
Fa emetọsigo ebe obibi nke afa-I welue n'ani.
8 Fa kwulu n'obi-fa, si, Ka ayi mebisia fa nca?
Fa esukpọsigo ebe nzukọ nine nke Cuku n'ani.
9 Ayi afurọ ife-arima-ayi :
Amuma ọbuna adinworọzi ọzọ ;
Nke ọnenwe onye ọbuna n'etiti ayi malu ka ọgeteta aka be.
10 Cuku, ọge one ka onye nmanye ganakpali ?
Onye-ilo ganakpọli afa-I ọkpu ka ?
11 Gini melu Iji secigha aka-I, bú aka-nni-I ?
Seputa ya n'obi-I ka Igbusisia *fa*.

12 Ma Cuku bu ezem sitena gboli,
Nalu ọlu nzọputa n'etiti uwa.
13 Nginwa ji ike-I wekewa orimili nnu :
Itikpọlu isi-ga nke agwọ-ọla-mili *di-ga* na mili.
14 Nginwa tilisili isi-ga nke agu-iyi,
Iwelu ya nye ka ọbulu nni nke ndi bi n'ọfia kwu nkiti.
15 Nginwa kewaralu isi-iyi na nruru :
Nginwa melu ka orimili nerucili mgbe nca ta.
16 Efifie bu nke I, ucici azi bu nke I :
Nginwa edozigo ife nenye ife na anya-anwu.
17 Nginwa akpago oke nine nke uwa :
Nginwa emego ọkọci na udu-mili.
18 Jehofa, ceta nka, na onye-ilo akpaligo nkpali.
Na ndi nsọkwu azi akpọligo afa-I.

Digitized by Google

19 Aranyekwana nkpulu-obi nke nduli-ugo-I
n'aka ajọ anu :
Ecezọna ndu ndi nke I ebudalu ebuda ọkpu.
20 Nedo àgbà-I anya :
Makana ebe ọcici nke uwa ju-ga-lu n'ebe
obibi nke ife-ike.
21 Ekwena ka onye anemegbu cigha na nneni :
Me ka onye ebudalu ebuda na ọgbenya tobe
afa-I.
22 Binie, Cuku, Nginwa kwue okwu-ikpe-I :
Ceta ka onye nsọkwu si akpali I ogonogo
ubọsi nine.
23 Ecezọkwana onu ndi namanye I :
Nkpọtu nke ndi nebini imedide I nana enu
mgbe nine.

75

Ọdili Onye-isi Abu ; emelu ka ọdabanye n'Al-taṣet. Abu-ọma Esaf, Abù.

1 Cuku, ayi ekene I ;
Ayi ekene *I*, makana afa-I di nso :
Madu nakọ-ga ọlu iti-ga nkpu I.
2 Mgbe mgelu n'ọge akalu aka,
Munwa gekpe ikpe kwu ọtọ.
3 Uwa na ndi nine bi nime ya agbazego :
Munwa edonigo ide-aja di-ga ya. [Sela.
4 Agwalum ndi juputalu na ngala, Emenanu
ife ngala :
Gwa azi ndi ajọ madu, Ebunikwananu mpi
enu :
5 Ebunikwananu mpi enu ;
Ekwukwananu okwu n'isi ike.
6 Makana ibuni-enu adesite n'iru-anya-anwu
maọbu n'ọdida-anya-anwu,
Ma-ọbu n'ọfia kwu nkiti.

Digitized by Google

7 Ma Cuku bu Onye ikpe:
Onebuda ofu onye, nebuni azi onye ọzọ.
8 Mąkana n'aka Jehofa ka iko di, manya-fain *nke di ya* nagbọ ufufu;
Ojulu n'ọ́gwá, Ọnagbapu azi nime ofu afu:
Ezie ọru-ani-ya, ka ndi ajọ madu nine nke uwa gazaca, la azi *fa*.
9 Ma munwa gakọ ebe-ebe,
Agamnabuku Cuku nke Jekob abu-ọma.
10 Mpi nine nke ndi ajọ madu azi ka mgegbu-jipu;
Ma mpi onye ezi omume ka agebuni enu.

76

Ọdili Onye-isi Abu; n'ubọ-akwala-ga. Abu-ọma Esaf, Abù.

1 Na Juda ka amalu Cuku:
Afa-Ya di nuku n'Israel.
2 Na Selem azi ka ikwu-Ya di,
Ebe-obibi-Ya azi *di* na Zaiọn.
3 Ebe afu ka Ọkpajili ufele uta;
Ọta, na nma-agha, na agha. [Sela.
4 Nginwa di otuto kacasi *azi* nma, sitena ugwu-ga nke ndọli:
5 Anutasigo ndi obi di ike ife, fa alarugo ula-fa:
Ọnwerọ ofu onye efu na ndi-odogu fugolu aka-fa azi.
6 N'iba-nba-I, Ngi Cuku nke Jekob,
Akwanyelu ka ugbọ-ani ka anyinya nime ogbu ula.
7 Nginwa, ọbunadu Nginwa, di itulu egwu:
Onye zi pulu ikwu n'iru I mgbe Iweralu iwe?
8 Imelu ka esi n'enu-igwe nu okwu ikpe;
Uwa tubalu egwu, wekwusi,
9 Mgbe Cuku binili ikpe ikpe,

Digitized by Google

Izǫputa ndi ebudalu ebuda n'uwa. [Sela.
10 Ezie ǫnuma madu gekene I :
Ǫnuma nke gbǫfǫlu agbǫfǫ ka Igekǫkwasi Onwei.
11 Kwenu Jehofa Cuku-unu nkwa di nsǫ, ka unu kwua azi Ya :
Ka ndi nine nǫrubelu Ya butalu Onye kwesili itulu egwu ife-nru-ga.
12 Ǫgebepusi mǫ ndi-isi :
Ǫdi itulu egwu n'ebe ndi-eze nke uwa nǫ.

77

Ǫdili Onye-isi Abu ; ka esi abu abù Jedutun. Abu-ǫma Esaf.

1 Agameji onum wekpǫku Cuku ;
Bú iji onum wekpǫku Cuku, Ǫgege azi nti-Ya n'ebe mnǫ.
2 N'ubǫsi afufum acǫlum Dinwenu-ayi :
Esetipulu akam n'ucici, ma ǫkudarǫ ;
Nkpulu-obim julu nguguta.
3 Anameceta Cuku, mnasu azi ude :
Anamacighali ucem, ufu nekpu azi mǫm.
[Sela.
4 Imelu ka anyam tǫ na nce :
Ka osi gbakam ghali na apurom ikwu okwu.
5 Acighagom ubǫsi gbo n'ucem,
Arǫ-ga nke ǫge galu aga.
6 Ecetalum abùm n'ucici :
Mnacigha nime obim ;
Mǫm azi cǫputalu ǫfuma.
7 Dinwenum getufu ebe-ebe ka ?
Ife-*ayi* amasǫnwozi Ya ǫzǫ ?
8 Ǫnabu na afǫ-ǫma-Ya agwusia nca ǫkpu ka ?
Nkwa-Ya nada n'aja genyena ndudugandu nine ka ?

Digitized by Google

9 Cuku ecezọgo imu amala ka?
Ọwelugo iwe kpacibido ebele-Ya ka? [Sela.
10 Mwesi, Nka bu adi-ikem;
Ma agameceta arọ-ga nke aka-nni nke Onye Kasi Enu.
11 Agamefota omume-ga nke Ja;
Makana agameceta ife iti-nkpu I nke gbo.
12 Agamnelo azi maka ọlu-I nine,
Nacigha azi uce n'omume-I-ga.
13 Cuku, uzọ-I di n'idi-nsọ:
Onye bu nuku cuku dika Cuku-*ayi?*
14 Nginwa bu Cuku Nke nalu ọlu iti-nkpu-ga:
Imego ka amalu ike-I n'etiti ndi *nine n'uwa.*
15 Iwelugo aka-I gbaputa ndi nke I,
Bú umu Jekob na Josef. [Sela.
16 Cuku, mili fu-ga-lu I;
Mili fu-ga-lu I, owuta fa:
Aru nama azi ebe di-ga ogbu nni.
17 Igwe-oji nanyusisi-ga mili;
Igwé neziputa ofu onu:
Ufele-I azi nefesa-ga n'ebe nine.
18 Onu akpala-I nama;
Àmùmà nenye-ga ani nine ìfè;
Ani namarube narurube azi.
19 Uzọ-I buli nime orimili nnu,
Ije-I azi nime nuku mili-ga,
Apa ukwu-I rapulu ka anamarọ.
20 Idulu ndi nke I dika ìgwè-atulu,
Sitena aka Moses na Eron.

78 *Maskil Esaf.*
1 Ndi nkèm, genu nti n'iwum:
Tọnu nti-unu n'ani n'okwu ọnum-ga.
2 Agamasa ọnum n'itu inu;

Digitized by Google

Agamekwuwa okwu omimi-ga nke gbo:
3 Nke ayi nugolu mata azi,
Nna-ayi-fà akọgo-azi-li ayi.
4 Ayi amezonari fa na nti umu-fa,
Nagwa ndudugandu biananu otuto Jehofa,
Na ike-Ya, na ọlu iti-nkpu-ga Ọlugolu.
5 Makana Ọmelu ife ama kwusie ike na Jekob,
Ka azi iwu n'Israel,
Nke Otili nna-ayi-fà n'iwu,
Ka fa weme ka umu-fa malu fa:
6 Ka ndudugandu biananu wemalu *fa*, bú umu agamu;
Ndi gebini kọ-azi-li *fa* umu-fa:
7 Ka fa wetukwasi ncekwube-fa na Cuku,
Ghalu azi icezọ omume-ga nke Cuku,
Ma nccebe ife Oti-ga-lu n'iwu:
8 Ghalu idi zi ka nna-fa,
Ndudugandu isi-ike na nke nanupu isi;
Ndudugandu ndi nedoziro obi-fa ọfuma,
Ndi mọ-fa nakwusiro ike n'ebe Cuku nọ.
9 Umu Ifraim, ọbu ezie na fa kelu ife-agha naci azi uta,
Ma fa ricighalu azu n'ubọsi agha.
10 Fa edeberọ agba nke Cuku,
Ju azi ikpaghali n'iwu-Ya;
11 Fa wecezọ omume-Ya-ga,
Na ọlu-iti-nkpu-Ya-ga nke Ogosili fa.
12 Ife iti-nkpu-ga ka Ọmelu n'anya nna-fa-ga,
N'ani Ijipt, n'ọzala Zoan.
13 Ọkpọwaralu orimili nnu, me azi fa ka fa gafega;
Me azi ka mili kwulu-ga ka obo-ife.
14 Oji azi ígwé oji edu fa n'efifie,
Welu azi ìfè ọku nedu fa ogonogo ucici nine.
15 Ọkpọwaralu nkpuma n'ọfia kwu nkiti,

Nenye azi fa imelime mili ǫlila n'uba dika
osi nime ogbu mili puta.
16 Ǫmelu ka mili-iyi azi si na nkpuma waputa,
Me azi ka mili-ga neruda dika orimili.
17 Ma fa nemelili njǫ medide Ya,
Inupu isi n'okpulu Onye Kasi Enu n'ani
ǫkpǫ-nku.
18 Fa nwa-azi-li Cuku n'obi-fa
Sitena iyǫ ayiyǫ ife olili maka agu-fa.
19 Eye, fa kwulu okwu medide Cuku;
Fa sili, Cuku pulu idozi tebel n'ǫfia kwu-
nkiti ka?
20 Ne, Otili nkpuma ife, na mili waputalu;
Mili-iyi lusa azi;
Ǫpulu inye azi nni?
Ogedozili ndi-Ya anu ka?
21 Nyabuna Jehofa nulu, webe azi iwe:
Ewekpǫnwue ǫku rukwasi Jekob,
Iwe azi wekwugo *dika anwulu* medide Israel;
22 Makana fa ekwerǫ na Cuku,
Nke fa necekwube nzǫputa-Ya.
23 Ma Otili ígwé di n'enu iwu,
Meghe azi uzǫ enu-igwe-ga;
24 Ozokwasili fa mana ilinu,
Nye azi fa nime ǫka nke enu-igwe.
25 Madu nine n'ofu n'ofu neli nni nke ndi-odogu:
Ozitalu fa ife olili n'uju.
26 Ǫmelu ka ifufe iru-anya-anwu fe n'enu-igwe:
Ǫji ike-Ya ǫzi wedulu ifufe adagbe.
27 Ozokwasili fa anu azi dika etum,
Na anu-ufe dika uzuzu nke orimili nnu-ga:
28 Ǫme azi ka *fa* da n'etiti ebe fa nye-ga-lu
ikwu,
N'okilikili ebe-obibi-fa.

Digitized by Google

29 Nyabuna fa lili, afọ ju azi fa ọfuma;
Ọwenye fa ife fa cọlu,
30 Fa aburọ ọbia n'agu-njọ-fa.
Anu-olili-fa dilili n'ọnu-fa,
31 Mgbe iwe nke Cuku ji kwugo *dika anwulu* medide fa,
Gbue azi ọnwọ na ndi nwekalisili abuba nime fa,
Tigbue azi umu-ikolọbia nke Israel.
32 Ọbu ezie na emelu ife nine ndia fa nemelili njọ,
Fa ekwerọ-zi ọlu iti-nkpu Ya-ga.
33 Ya kpatalu na Ọmelu ka ubọsi-fa de n'ofu nku-ume,
Na arọ-fa na nuku egwu.
34 Ka Ogbulu fa, mgbe afu ka fa julu ase Ya:
Fa wecigha welu ucu cọba azi Cuku.
35 Fa weceta na Cuku buli nkpuma-fa,
Na Cuku Onye Kasi Enu *buli* Onye-ngbaputa-fa.
36 Ma fa ji ọnu-fa nalafu Ya,
Welu ile-fa azi nasinye Ya asi.
37 Makana obi-fa akwusirọ ike n'ebe Ọnọ,
Nke fa nabu ndi kwesili ncekwube n'agba-Ya.
38 Ma Yanwa, ebe Ojulu n'ebele, Okpucie ajọ omume-*fa*, ma Ogbusisirọ *fa:*
Eye, ugbolo ugbolo ka Ọneweruka iwe-Ya n'usọ,
Ma Ọdakpani ọnuma-Ya nine.
39 Ọweceta na fa bu sọ aru;
Ikuku nke nekufe ekufe, ma ọdabia ọzọ.
40 Ugbolo one ka fa nupulu isi n'okpulu Ya n'ọfia kwu nkiti,

Digitized by Google

Me azi ka owuta Ya n'ani ọkpọ-nku!
41 Fa rughalili ọzọ nwa azi Cuku,
Kpasue azi Onye Nsọ nke Israel iwe.
42 Fa ecetarọ aka-Ya,
Nke *fa neceta* ubọsi afu mgbe Oji gbaputa fa n'aka onye nmanye.
43 Ka Osi debe ife-arima-Ya-ga n'Ijipt,
Debe azi ife-ebube-Ya-ga n'ọzala Zoan;
44 Me azi ka orimili-fa-ga ghọru ọbala,
Nruru-mili-fa-ga, ka fa ghalu inwe ike ila *fa*.
45 Ozitalu fa ìgwè òdùdù, nke tapulu fa;
Na awọ-ga, nke gbusisili fa.
46 Ọnye-azi-li ọbubu nni masili fa,
Ākànyà fa dọ-azi-li *ka Ọnyelu* igwulube.
47 Oji aku-mili-igwe wegbusisi fain-fa,
Welu azi nkpuma ígwé wegbusisi osisi-sikọmọ-fa.
48 Orili azi ife-enunu-fa nye aku-mili-igwe,
Rili azi ìgwè atulu na ewu fa nye àmùmà.
49 Ọkpọkwasili fa ọnuma nke iwe-Ya,
Iwe, na ajọ iwe, na afufu,
Usu ndi-mọ-ozi ajọ ife.
50 Ọkwalu uzọ maka iwe-Ya;
Ọnapurọ nkpulu-obi-fa n'inwu ọnwu,
Ma orili ndu-fa nye ajọ ọya nefe efe;
51 Ogbusisi-azi-li umu izizi nine n'Ijipt,
Ume izizi fa n'ikwu-ga nke Ham:
52 Ma Ọmelu ka ndi aka Ya niri ije dika atulu,
Dulu azi fa nime ọfia kwu nkiti dika ìgwè atulu.
53 Ọwenedu fa n'aru-ofufo, maka ya egwu aturọ fa:
Ma orimili nnu kpucitalu ndi-ilo-fa.
54 Ọwekpọbata fa n'okè-ani nke ebe-nsọ-Ya,

Digitized by Google

Jelue n'ugwu nka, nke aka-nni-Ya gotagoluli.
55 Ọcupulu mba-ga azi n'iru fa,
Wekelu fa na ndili ka fa bulu ùkwù,
Me azi ka ebo-ga nke Israel bili n'ikwu-fa-ga.
56 Ma fa nwalu nupu azi isi n'okpulu Cuku Onye Kasi Enu,
Fa edeberọ-zi ife-ama-Ya-ga;
57 Ma fa cighalu azu, neso uzọ aghughọ dika nna-fa-ga:
Fa lili mpeli dika uta neli mpeli.
58 Makana fa ji ebe nke fa di-ga enu wekpasue Ya iwe,
Fa ji alusi-fa apili api wekpanie Ya ekwolo.
59 Olue ka Cuku nulu *nka*, Ọwebe iwe,
Ọjusia Israel nca:
60 Nyabuna Ọrapulu ebe obibi nke Ṣailo,
Ikwu Ọnyelu n'etiti madu;
61 Rili azi ike-Ya nye n'idọ-n'agha,
Na otuto-Ya n'aka onye nmanye.
62 Ọralu ndi-Ya azi nye na nmà-agha;
Newewusa azi ùkwù-Ya iwe.
63 Ọku legbusili umu-ikolọbia-fa;
Umu-agbọ-fa azi enwerọ abù anumdi.
64 Ndi-ncu-aja-fa danyelu na nmà-agha;
Umu-ajadu-fa azi akwarọ ákwá.
65 Mgbe afu ka Dinwenu-ayi tetalu dika onye tetalu n'ula,
Dika odogu nke nabu abù maka ifi manya fain.
66 Oweticigha ndi nemedide Ya azu:
Tinye fa n'ife nkpali ebe-ebe.
67 Nyelukwue Ọjulu ikwu Josef,
Orọlurọ ebo Ifraim azi;
68 Ma Orọlu ebo Juda,

Digitized by Google

Ugwu Zaion nke Ọfulu n'anya.
69 Ọlu-azi-li ebe-nsọ-Ya dika ebe di-ga enu,
Dika uwa nke Ọtọgolu ebe-ebe.
70 Ọrọlu azi Defid odibo-Ya,
Si azi n'unọ atulu kpọlu ya:
71 Osi n'iso nne-ewu nazu umu wekpọlu ya:
Izu Jekob ndi-Ya, na Israel ùkwù-Ya.
72 Nyabuna ọzulu fa etu obi-ya si zu oke;
Wedulu fa sitena ǹkà nke aka-ya.

79

Abu-ọma Esaf.

1 Cuku, mba-ga abatago nime ùkwù-I;
Fa emego ka unọ-nsọ-I lua alua;
Fa emego Jerusalem obo nkpuma-ga.
2 Ozu ndi-odibo-I ka fa nyegolu ibu ife olili anu-ufe-ga nke enu-igwe,
Aru ndi-afọ-ọma-I ka fa nyelu anu ọfia di-ga n'uwa.
3 Ọbala-fa ka fa wusigolu dika mili n'okilikili Jerusalem;
Ma ọnwerọ ofu onye efu nke geni fa.
4 Ayi abulugo ife nkpali n'ebe ndi-agbata-obi-ayi nọ,
Bulu azi ife akaje na ife nneni n'ebe ndi nọrubelu ayi nọ.
5 Jehofa, ọge one ka Iganewe iwe ọkpu?
Ekwolo-I ganele ka ọku ka?
6 Rukwasi ọnuma-I n'isi mba-ga ndi namarọ I,
N'isi ani-eze-ga nke nadakpọku afa-I.
7 Makana fa adọwaligo Jekob,
Tikpọ ebe-obibi-Ya.
8 Ecetakwana n'isi-ayi ajọ omume nke nna-ayi-fà:
Kwe ka ebele-I-ga me ngwa bia gezuta ayi

Digitized by Google

Makana ebudalu ayi n'ezi ani.
9 Nyelu ayi aka, Cuku nke nzọputa-ayi, maka otuto afa-I:
Zọputa azi ayi, kpucita azi njọ-ayi, maka ifi afa-I.
10 Gini kpatalu mba-ga geji si, Ebe ka Cuku-fa nọ?
Ibọ-ọbọ nke ọbala odibo-I agbafulu
Me ka amalu ya n'etiti mba-ga n'anya-ayi.
11 Me ka isu-ude onye nji bia n'iru I;
Ka ọgwe-aka-I si di nuku cebe ndi akalu inwu ọnwu;
12 Kwua azi ndi-agbata-obi-ayi nmaji isa nime obi-fa
Nkpali-fa, nke fa ji kpali I, Ngi Dinwenu-ayi.
13 Maka ya ayinwa bu ndi-I na atulu nke ebe-ita-nni-I.
Gekene I ebe-ebe:
Ayi gegosi ndudugandu nine otuto-I.

80 *Ọdili Onye-isi Abù; emelu ka ọdabanye na Ṣoṣanim Edut. Abu-ọma Esaf.*

1 Ge nti, Ngi Onye nazu Israel *dika atulu,*
Ngi Onye nedu Josef dika ìgwè atulu;
Ngi Onye nanọkwasi n'enu Cerubim, nenwu-puta.
2 N'iru Ifraim na Benjamin na Manase,
Menie ike-odogu-I,
Bia azi gazọputa ayi.
3 Cuku, kpọcigha ayi ọzọ;
Me azi ka iru-I nwue, ewezọputa ayi.

4 Jehofa Cuku nke usu *ndi-agha,*
Ọge one ka Iganewewusa iwe n'ekpelu ndi nke I?

Digitized by Google

5 Iwelugo nni anya-mili wezua fa,
Inyego azi fa imelime anya-mili ilanu.
6 Imego ayi ife inu-ọgu n'ebe ndi-agbata-obi-ayi nọ:
Ndi-ilo-ayi azi namu amú n'etiti onwefa.
7 Kpọcigha ayi ọzọ, Cuku nke usu *ndi-agha;*
Me azi ka iru-I nwue, ewezọputa ayi.

8 Isi n'Ijipt weta fain:
Icupulu mba-ga, wema ya.
9 Ikwalu ya *ọnọdu* n'iru ya,
Ọwegbamie nkpọlọgwugwu, ju-azi-li ani afu.
10 Eji ndo-ya wekpudo ugwu-ga,
Ngadaba-ya azi di-ga *ka* sida nke Cuku.
11 Ọwalulu ngadaba-ya-ga n'orimili nnu,
Walue anaka-ya-ga n'Orimili.
12 Gini melu Iji tikpọ ife eji gba-ga ogige ya,
Nke kpatalu ndi nine nagafe nso uzọ afu ji aghọlu ya?
13 Ezì ọfia nke si n'ugboko puta natakwosi ya,
Ajọ anu ọfia welu ya me nni-fa.
14 Rughalia ọzọ, ayi nayọ I, Cuku nke usu *ndi agha:*
Si n'enu-igwe nedata anya, ne azi, neta azi fain nka,
15 Osisi azi nke aka-nni-I magolu,
Na nwa-*ya* nke Imelu ka osie ike maka Onwei.
16 Esulelu ya ọku, egbutulu ya:
Fa nana n'iyi n'iba-nba nke iru-I.
17 Kwe ka aka-I di n'aru nwoke nke aka-nni-I,
N'aru nwa nke madu nke Imelu ka osie ike maka Onwei.
18 *Ọbuluna ime* nọfu ayì amarapu I cigha azu:
Tute ayi ndu; ayi ewekpọkue afa-I.

Digitized by Google

19 Kpọcigha ayi ọzọ, Jehofa Cuku nke usu *ndi agha;*
Me ka iru-I nwue, ewezọputa ayi.

81 *Ọdili Onye-isi Abu; emelu ka ọdabanye na Gitit. Nke Esaf.*

1 Bubanu abu ngoli nye Cuku bu ike-ayi:
Kpọbanu nkpu *aṅuli* nye Cuku nke Jekob.
2 Wenienu abu-ọma, bute-azi-nu *egwu*-timbrel,
Ubọ naso usọ nyelu ubọ-akwala.
3 Ma opi n'ọnwa ọfu,
N'ọnwa ndọzu, n'ubọsi olili ayi di asọ.
4 Makana ọbu ukpulu enyelu Israel,
Bulu ikpe Cuku nke Jekob.
5 Ọkalu ya nime Josef ka ọbulu ife ama,
Mgbe Ọji pukulu ani Ijipt agha:
Ebe mnulu asusu nke mnamaṛọ.
6 Ewepulum uku-ubu-ya n'ibu:
Me ka aka-ya pua n'ukpa.
7 Ikpọlu nkpu n'afufu, Mwedọputa i;
Azalum i n'ebe nzuzo nke akpala;
Anwalum i na mili Meriba. [Sela.
8 Nulunu, ndi nkem, na agamabu ama medide i:
Israel, ọbuluna igekwe nu onum!
9 Cuku ani madu ọbuna amadi nime i;
Nke inesekpulu cuku ani madu ọbuna.
10 Munwa bu Jehofa Cuku-i,
Nke si n'ani Ijipt kpọgoputa i:
Saghepu ọnu-i, agametinyeju ya ife.
11 Ma ndi nkem anuṛọ onum;
Israel acọṛọm nca.
12 Maka ya arapulum fa ijeso isi-ike nke obi-fa,
Ka fa weneje n'alo obi-fa.
13 Lokene ma ọbuluna ndi nkem ganu onum,

Na Israel ganeje n'uzọm-ga!
14 Akpamfu ebuda ndi-ilo-fa,
Do azi akam imedide ndi namanye fa.
15 Ndi kpọlu Jehofa asi gerunatalu Ya isi:
Ma ọge-fa gadidide ebe-ebe.
16 Ogeji azi okili makalisilinu wezua fa:
Manu-anwu si na nkpuma puta ka Mgeji azi nyeju i afọ.

82 *Abu-ọma Esaf.*

1 Cuku kwu n'ìgwè ndi nke Cuku;
Ọnekpe ikpe n'etiti cuku-ga.
2 Ọge one ka unu ganekpe ikpe n'uzọ nakwurọ ọtọ,
Nasọlu ndi ajọ madu anya azi? [Sela.
3 Nekpe ikpe onye nenwerọ ike na onye nenwerọ nna:
Nye ndi anebuda na ndi agbabalu aka olo.
4 Me ka onye nenwerọ ike na ọgbenya gbapu:
Naputa fa n'aka ndi ajọ madu.
5 Fa amarọ, nke fa naghọta;
Fa nagaghali iru na azu n'ọcici:
Aneropu ntọ-ani nine nke uwa.
6 Munwa ekwugo, Ununwa bu cuku,
Unu nine azi bu umu Onye Kasi Enu.
7 Ka osina di na unu ganwu dika madu,
Da azi dika ofu nime ndi-isi.
8 Cuku, binie, kpe uwa ikpe:
Makana Nginwa gelita mba nine n'ùkwù.

83 *Abù, Abu-ọma Esaf.*

1 Cuku edelukwana du:
Ekpucikwana ọnu-I, anọkwana ofu ebe,
Ngi Cuku.
2 Makana, ne, ndi-ilo-I nakpọtu nuku nkpọtu

Ndi kpọ-azi-li I asi ebunigo isi enu.
3 Fa narakọ alo aghughọ medide ndi nke I,
Nagbakọ azi izu medide ndi nke I ezobelu ezobe.
4 Fa ekwugo, si, Bianu, ka ayi bepu fa ka fa ghalu ibu-zi mba;
Ka aghalu icetanwozi afa Israel ọzọ.
5 Makana fa ewelugo ofu obi gbakọ izu ọnu;
Fa emego agba imedide I:
6 Ikwu-ga nke Idom na nke ndi Iṣmael;
Moab, na ndi-Hagarin;
7 Gibal, na Amon, na Amalek;
Filistia nyelu ndi bi na Taia:
8 Asiria azi adinyegolu fa;
Fa enyegolu umu Lọt aka. [Sela.
9 Me fa ka *Isi me* Midian;
Ka *Isi me* Sisera, ka *Isi me* Jebin, n'orimili Kaiṣon:
10 Ndi nalu n'iyi na En-doa;
Fa nadi ka nsi maka ani.
11 Me ka ndicie-fa di ka Oreb na Zib;
Eye, ndi-isi-fa nine dika Ziba na Zalmọna:
12 Ndi si, Ka ayi nalu ebe obibi Cuku-ga
Ka fa bulu ife ayi nwelu.
13 Cuku nkem, me ka fa di ka etum nke ifufe nefeghali okilikili;
Dika afifia *si adi* n'iru ikuku.
14 Dika ọku nke nagba ugboko,
Na dika ilele-ọku nke nagba ugwu ọku;
15 Si nọfu welu oke ikuku-I cuba fa,
Welu azi ifufe-I yie fa egwu.
16 Me ka ifele ju fa iru;
Ka fa wecọba afa-I, Ngi Jehofa.
17 Ka ifele me fa ka akpajiji nwulu fa ọkpu;

Eye, ka emenye fa ifele n'iru ka fa na n'iyi:
18 Ka fa wemalu na sọ Nginwa, Onye afa-I bu Jehofa,
Bu Onye Kasi Enu n'uwa nine.

84 *Ọdili Onye-isi Abu; emelu ka ọdabanye na Gitit. Abu-ọma unu Kora.*

1 Nekene ka ebe-obibi-I-ga si kwesi ifu n'-anya,
Ngi Jehofa nke usu *ndi agha!*
2 Agu nagu nkpulu-obim, e, ọbunadu ufu nekpu azi ya maka ogige-ga nke Jehofa;
Obim na arum nabunye Cuku Nke di ndu abu ngoli.
3 Eye, nza ekwudogo unọ ogebi,
Énéké fu azi akwu onweya, ebe ọgedebe umu-ya,
Bú n'ebe-icu-aja-I-ga, Ngi Jehofa nke usu *ndi agha*,
Ezem, na Cukum.
4 Aṅuli nadili ndi bi n'unọ-I:
Fa ganetolili I. [Sela.
5 Aṅuli nadili onye afu onye ike-ya dikwasili na Ngi;
Onye ọkpu-uzọ *esi eje Zaion* di-ga n' obi-ya.
6 Ebe fa si na mgbulugudu nke Ikwa-ákwá ga-fekọ fa me ya ebe isi-iyi-ga;
Eye, mili-ozuzo izizi ji ngọzi wekpudo ya.
7 Fa nesi n'ike aba n'ike,
Ebe onye anọna nime fa ogosi onweya n'iru Cuku na Zaion.
8 Jehofa Cuku nke usu *ndi agha*, nulu ekpelum:
Ge nti, Ngi Cuku nke Jekob. [Sela.
9 Ne, Ngi Cuku *bú* ọta-ayi,

Digitized by Google

Nedo iru onye nke I etelu ude anya.
10 Makana ofu mbọsi nime ogige-I-ga ka nnu
nkpulu-ubọsi nabọ na ọgu ili nma.
Ọgakam nma ikwu n'ọnu-uzọ n'unọ Cuku
nkem,
Kama ibi n'ikwu-ga nke ife ọjọ.
11 Makana Jehofa Cuku bu anya-anwu na ọta:
Jehofa genye amala na otuto:
Ọnwerọ ezi ife ọbuna Ọgazọdolu ndi nakpa-
ghali n'izu-oke.
12 Jehofa nke usu *ndi agha*,
Añuli nadili onye cekwubelu I.

85

Ọdili Onye-isi Abù. Abu-ọma umu Kora.

1 Jehofa ife ani-I asọgo I:
Icicighago ndi Jekob adọlu n'agha.
2 Ibupugo ajọ omume ndi nke I,
Ikpucitago njọ-fa nine. [Sela.
3 Ibupugo iwe-I nine:
Irughaligo *Onwei* wegbakuta ọnuma nke iwe-
I azu.
4 Kpọcigha ayi azu, Cuku nke nzọputa-ayi,
Me ka ọnuma-I n'ebe ayi nọ kwusi.
5 Iganewewusalili ayi iwe ebe-ebe ka?
Iganadọgbalili iwe-I genyena ndudugandu
nine?
6 Nginwa amatute ayi ndu ọzọ:
Ka ndi nke I weñulia na Ngi?
7 Gosi ayi afọ-ọma-I, Jehofa,
Nye azi ayi nzọputa-I.
8 Agamanu ife Cuku bu Jehofa gekwu:
Makana Ogekwu okwu ndokwa gwa ndi-Ya,
gwa azi ndi-afọ-ọma-Ya:
Ma ka fa ghalu icighakwọ azu ọzọ n'ife-nsọkwu.

9 Ezie nzọputa-Ya di nso ndi natulu Ya egwu;
Ka otuto webili n'ani-ayi.
10 Afọ-ọma na ezi-okwu ezutago onwefa;
Ezi omume na ndokwa esusugo onwefa ọnu.
11 Ezi-okwu pulu epu n'ani;
Ezi omume esigo n'enu-igwe nedata anya.
12 Eye, Jehofa genye ife nke di nma;
Ani-ayi gamasi nni.
13 Ezi omume gagabulu n'iru Ya;
Ọgakwalu ukwu-Ya uzọ.

Ekpelu Defid.

86 1 Tọ nti-I n'ani, Jehofa, za-azim;
Makana munwa bu onye ebudalu ebuda na ọgbenya.
2 Debe nkpulu-obim; makana munwa ḅu onye afọ-ọma:
Nginwa Cuku nkem, zọputa odibo-I onye cekwubelu I.
3 Melum ebele, Dinwenu-ayi;
Makana ọbu I ka mnakpọku ogonogo ubọsi nine.
4 Me ka nkpulu-obi odibo-I ṅulia;
Makana ọbu Ngi, Dinwenu-ayi, ka mbunitalu nkpulu-obim nye.
5 Makana Nginwa, Dinwenu-ayi, di nma, kwadebe igbaghalunu,
Inwelu imelime afọ-ọma n'ebe ndi nine nakpọku I nọ.
6 Ge nti, Jehofa, n'ekpelum;
Na nti n'onu ayiyọm-ga.
7 N'ubọsi afufum agamakpọku I;
Makana Igazam.

Digitized by Google

8 Ọnwerọ ofu efu yili I, Dinwenu-ayi, n'etiti cuku-ga;
Nke ọnenwe *ọlu ọbuna* yili ọlu-I-ga.
9 Mba nine ndi Ikegolu gabia gesekpulu n'iru I, Dinwenu-ayi;
Fa gasọpulu afa-I.
10 Makana Nginwa bu nuku, neme azi ife itiga nkpu:
Sọsọ Nginwa bu Cuku.
11 Kpazielum uzọ-I, Jehofa; agamnakpaghali n'ezi-okwu-I:
Me ka obim di n'ofu itulu afa-I egwu.
12 Agamejisi ka obim ra wekene I, Dinwenu-ayi Cuku nkem;
Agameme ka afa-I nwe otuto wegaba ebe-ebe.
13 Makana afọ-ọma-I ebuka n'ebe mnọ;
Isigo n'ọmu-ani Ṣeol dọputa nkpulu-obim.
14 Cuku, ndi ngala ebinigo ọtọ imedidem,
Ìgwè ndi neme ife-ike acọgo nkpulu-obim,
Fa edeberọ I n'iru fa.
15 Ma Nginwa, Dinwenu-ayi, bu Cuku juputalu n'ebele namu azi amala,
Idewe iwe ọsisọ, Inwe azi imelime afọ-ọma na ezi-okwu.
16 Dom iru, me-azi-lim ebele;
Welu ike-I nye odibo-I,
Zọputa azi nwa-nwoke nke odibo-nwayi-I.
17 Gosim ife-arima ezi ife;
Ka ndi kpọlum asi wefu ya, ka ifele weme fa,
Makana Ngi, Jehofa, enyegolum aka, gugua-azim.

Digitized by Google

87

Abu-ọma umu Kora ; Abù.

1 Ntọ-ani-Ya di n'ugwu di-ga nsọ.
2 Jehofa fulu ọnu-uzọ Zaion n'anya
Kalia ebe obibi nine nke Jekob.
3 Ife di-ga otuto ka ekwulu maka i,
Ngi obodo Cuku. [Sela.
4 Agamefota Rehab na Babilon na fa di n'etiti ndi malum :
Ne Filistia, na Taia, nyelukwue Itiopia ;
Onye nka ka amulu n'ebe afu.
5 Eye, agekwu maka Zaion, si, Onye nka na onye nu ka amulu nime ya ;
Onye Kasi Enu n'onweya geme ka ọkwusie ike.
6 Jehofa gagu ọnu, mgbe Ogeji dekọ ndi *nine n'uwa*,
Onye nka ka amulu n'ebe afu. [Sela.
7 Ndi nabu abu ka ndi nete egwu *gasi*,
Isi-iyim nine di-ga nime i.

88

Abù, Abù-ọma umu Kora ; Ọdili Onye-isi Abù ; emelu ka ọdabanye na Mahalat Leanot. Maskil Himan onye-Ezrahait.

1 Jehofa, Cuku nke nzọputam,
Akwagom ákwá efifie na ucici n'iru I :
2 Kwe ka ekpelum bata n'iru I ;
Tọ nti-I n'abum :
3 Makana nkpulu-obim juputalu n'ajọ ife,
Ndum nakpudebe nso Ṣeol.
4 Agunyelum na ndi nezida nime onunu ;
Adim ka onye nenwerọ inye-aka ọbuna :
5 Etufulu n'etiti ndi nwulu anwu,
Dika ndi egbulu egbu dọlu nime ini,

Digitized by Google

Ndi Idanecetanwozi ọzọ ;
Ewebepu fanwa ka fa pua n'aka-I.
6 Idọbagom n'ọmu-ani onunu,
Nime ebe gba-ga-lu ọcici, nime ogbu *mili*-ga.
7 Ọnuma-I disi ike n'arum,
Iwelugo akpoli-I nine webudam. [Sela.
8 Iwetego ndi-ọyi obim aka n'ebe mnọ ;
Imego ka mbulu ife alu n'ebe fa nọ :
Akpacilim nime, apurọm iputa ìfè.
9 Anyam nada ugbò maka ifi nbuda :
Akpọkugom I da, Jehofa,
Esetipugom akam n'ebe I nọ.
10 Igegosi ndi nwulu anwu ife iti-ga nkpu?
Ndi nadirọ ndu gebini gekenebe I ka ? [Sela.
11 Agakọ afọ-ọma-I nime ini ?
Maọbu ikwesi-ncekwube-I nime Ebe-nbibi ?
12 Agama ọlu-iti-nkpu-I-ga nime ebe ọcici ?
Na ezi omume-I n'ani nke ebe icezọ ife ?
13 Ma munwa akpọkugo I, Jehofa,
N'ututu ka ekpelum gabia n'iru I.
14 Jehofa, gini melu Iji tufue nkpulu-obim ?
Gini melu Iji zonarim iru-I ?
15 Ebudago munwa, mkolu azi inwu ọnwu sitena
ogudu mji di na nwata :
Ebe mnedi egwù-I-ga obim wasasia.
16 Ọnuma-I nerufegam n'isi ;
Ujọ-I-ga ekewapugom.
17 Fa biarubelum okilikili dika mili ogonogo
ubọsi nine ;
Fa nọrubekọlum ọnu okilikili.
18 Onye fulum n'anya na ọyim ka Iwetegolu
aka n'ebe mnọ,
Ndi-ọyi obim bulu ọcici.

Digitized by Google

89 *Maskil Itan onye-Ezrahait.*

1 Agamabu abu maka afọ-ọma nke Jehofa ebe-ebe:
Ọnum ka mgeji me ka ndudugandu nine malu ikwesi-ncekwube-I.
2 Makana ekwugom, si, Agaluni afọ-ọma enu ebe-ebe;
Ikwesi-ncekwube-I ka Igeme ka ọkwusie ike n'enu-igwe n'onwefa.

3 Mu na onye mrọtalu emego àgbà,
Aṅugolum Defid odibom iyi;
4 Nkpulu-i ka Mgeme ka ía kwusie ike ebe-ebe,
Donie azi ukpo-i genye na ndudugandu nine. [Sela.
5 Enu-igwe gekene-ga ọlu iti-nkpu I, Jehofa;
Tọ azi ikwesi-ncekwube-I nime nzukọ ndi nsọ.
6 Makana onye nọ n'ígwé nke apulu iji wetu-nyelu Jehofa?
Onye yili Jehofa n'etiti umu-ndikom Cuku?
7 Cuku Nke di agadaga egwu n'izu ndi di nsọ,
Di azi itulu egwu kalia ndi nine nọrubelu Ya?
8 Jehofa Cuku nke usu *ndi agha,*
Onye bu odogu, dika I, Ngi Ja?
Ikwesi-ncekwube-I dirube-azi-li I okilikili.
9 Nginwa naci ngala nke orimili nnu:
Mgbe akpoli-ya kunili enu, Ime ka fa delu.
10 Nginwa etiligo Rehab, dika onye egbulu egbu;
Iwelugo aka nke ike-I wecusa ndi-ilo-I.
11 Enu-igwe bu-ga nke I, uwa bu azi nke I:

Ani nine na uju-fa, Nginwa atọgo fa.
12 Ugwu na adagbe, Nginwa ekego fa :
Tebọ na Hamon nabu abù ngoli n'afa-I.
13 Inwego ọgwe-aka odogu :
Aka-I sili ike, aka-nni-I di azi enu.
14 Ezi omume na ikpe bu-ga ntọ-ani nke ukpo-I.
Afọ-ọma na ezi-okwu naga n'iru I.
15 Aṅuli nadili ndi namata nkpu aṅuli :
Jehofa, fa nakpaghali n'ifè nke iru-I.
16 N'afa-I ka fa negoli ogonogo ubọsi nine :
Anebuni fa nime ezi omume-I.
17 Makana Nginwa bu otuto nke ike-fa :
Agebuni mpi-ayi site ka ife-ayi si sọ I.
18 Makana ọta-ayi ọbu Jehofa nwe ;
Onye di Nsọ nke Israel nwe eze-ayi.

19 Mgbe afu Ikwulu okwu n'ọfù gwa ndi-afọ-ọma-I,
Wesi, Ebulugom inyelu-aka bo onye bu odogu ;
Ebunigom onye arọputalu n'etiti ndi Israel.
20 Acọputagom Defid odibom ;
Ewelugom udem di nsọ wete ya :
21 Ageme ka akam kwusie ike n'ebe ọnọ ;
Ọgwe-akam azi genye ya ume.
22 Onye-ilo ameme ya ife-ike ;
Nke nwa nke ajọ omume nebuda ya.
23 Agametitu azi ndi namanye ya n'iru ya,
Tie azi ndi kpọlu ya asi ife.
24 Ma ikwesi-ncekwubem na afọ-ọmam gebinye-lu ya ;
N'afam ka agebuni mpi-ya.
25 Agameme ka aka-ya di azi n'orimili nnu,
Aka-nni-ya *adi* n'orimili-ga.

Digitized by Google

26 Yanwa gakpọkum, si, Nginwa bu nnam,
Cuku nkem, na nkpuma nke nzọputam.
27 Munwa azi geme ya ọkpala*m*,
Me ya ka ọkasia ndi-eze uwa enu.
28 Afọ-ọmam ka Mgedebelu ya ebe-ebe,
Àgbàm gekwesi ncekwube n'ebe ọnọ.
29 Nkpulu-ya azi ka Mgeme *ka ọtọ atọ* ọkpu,
Ukpo-ya *atọ* dika ubọsi-ga nke enu-igwe.
30 Ọbuluna umu-ya arapu iwum,
Ghalu idi nakpaghali n'ikpem-ga;
31 Ọbuluna fa emebie ukpulum-ga,
Ghalu idebe ife Mti-ga-lu n'iwu;
32 Mgbe afu agameji itali neta njefie-fa,
Welu ube-itali *neta* ajọ omume-fa.
33 Ma afọ-ọmam ka Mmanewepusi nca n'ebe ọnọ,
Nke Mgekwe ka ikwesi-ncekwubem bulu ife así.
34 Mmemebi agbam,
Nke Mgerughali ife sigolu n'egbugbele-ọnum puta.
35 Ofu mgbe ka Mjigolu idi-nsọm wẹnua iyi;
Mmagwa Defid okwu asi;
36 Nkpulu-ya gatọ atọ ebe-ebe,
Ukpo-ya *gatọ* dika anya-anwu n'irum.
37 Ageme ka ọkwusie ike ebe-ebe dika ọnwa,
Di azi ka onye-ama kwesili ncekwube n'ígwé.
[Sela.

38 Ma Nginwa etufugo ju azi,
Iwewusago onye Itelu ụde iwe.
39 Itugo àgbà odibo-I ìzè:
Imebigo okpu-eze-ya *ọbunadu* itura ya n'an:
40 Ititugo ife eji gba-ga ogige-ya nine;

Digitized by Google

Imego ka iga-ya-ga dakpọ.
41 Ndi nine naga n'uzọ nakwali ya:
Ọbulugo ife nkpali n'ebe madu-ibe-ya nọ
42 Ibunigo aka-nni nke ndi namanye ya;
Imego ka ndi-ilo-ya nine ṅulia.
43 Eye, Inacucigha ọnu nmà-agha-ya,
Imerọ ya ka ọkwulu n'agha.
44 Imego ka unwu-ya kwusi,
Ikwatugo azi ukpo-ya n'ani.
45 Imego ka ubọsi obu n'isi di nkenke:
Iwelugo ifele kpudo ya. [Sela.
46 Ọge one ka Iganọ nezobe Onwei ọkpu, Jehofa?
Ọge one ka ọnuma-I ganenwu ka ọku?
47 Ceta ka ọgem si dita nkenke be:
Nekene na Ikego umu madu nine maka ife nkiti!
48 Kedu madu ọbu nke gadi ndu manafu ọnwu,
Nke geme ka nkpulu-obi-ya gbapu n'aka Ṣeol? [Sela.
49 Dinwenu-ayi, kedu afọ-ọma-I-ga nke gbo,
Nke Iji ikwesi-ncekwube-I weṅulu Defid iyi?
50 Dinwenu-ayi, ceta nkpali nke ndi-odibo-I;
Ka msi bulu n'obim *nkpali nke* ndi nine *n'uwa* bú dinkpa;
51 Nke ndi-ilo-I kpaligoluli akpali, Jehofa;
Nke fa ji kpaligoli ạpa-ukwu-ga nke onye Itelu ude rapulu.

52 Ngọzi dili Jehofa ebe-ebe.
Amen, na Amen.

Digitized by Google

AKWUKWỌ IV.

Ekpelu Moses onye nke Cuku.

90

1 Dinwenu-ayi, Nginwa abulugo ebe-obibi-ayi
Na ndudugandu nine.
2 Tupu amuputa ugwu-ga,
Maọbu tupu Ikpua uwa na ani nine,
Ọbunadu sitena ebe-ebe genyena ebe-ebe,
Nginwa bu Cuku.
3 Ineme ka madu ghọru etum;
Inasi azi, Cighanu, unu umu madu.
4 Makana nnu arọ nabọ na ọgu ili n'anya-I
Di ka nyafu ma ọgafesia,
Di azi ka ofu nce n'ucici.
5 Inebupu fa dika eji mili-olúlú *bupu;* fa di ka ula:
N'ututu fa adi ka afifia neso uso.
6 N'ututu onepu, neso uso;
N'anyasi egbutue ya, ọkpọnwua.
7 Makana anekpocapu ayi n'iwe-I,
N'ọnuma-I ka akpajiji ji nwulu ayi.
8 Idebego ajọ omume-ayi n'iru I,
Debe njọ nzùzo ayi-ga n'ìfè nke iru-I.
9 Makana ubọsi-ayi nine agafego n'iwe-I:
Ayi neweta arọ-ayi n'isi-njedebe dika údè.
10 Ubọsi nke arọ-ayi di ọgu arọ itọ na ili,
Maọbu ọbunadu maka ifi idi-ike ọdi ọgu arọ inọ;
Ma ngala-fa abulu sọ àkànyà na ife nkiti;
Makana odedo ndo aga, ayi efepu.
11 Onye malu ike nke iwe-I,

Digitized by Google

Na iwe-I dika etu egwu kwesili I si di?
12 Si nọfu kuzielu ayi igu ubọsi-ayi ọnu,
Ka ayi welita obi nke amamife n'elele.
13 Jehofa, cigha; ọge one?
Locigha obi-I maka ndi-odibo-I.
14 Welu afọ-ọma-I me ka afọ ju ayi n'ututu;
Ka ayi webua abu ngoli weṅulia azi ubọsi-ayi nine.
15 Me ka ayi ṅulia ka ubọsi ra Ibudagolu ayi,
Na *ka* arọ *ra* ayi fugolu ajọ ife.
16 Kwe ka ọlu-I gosi ndi-odibo-I onweya,
Ka ebube-I *gosi onweya* n'isi umu-fa.
17 Ka nmá nke Jehofa Cuku-ayi dikwasi ayi:
Me azi ka ọlu aka-ayi kwusie ike n'isi-ayi;
Eye, ọlu aka-ayi me ka ọkwusie ike.

91 1 Onye bi n'ebe nzuzo nke Onye Kasi Enu
Ganwu ula n'okpulu ndo Onye pulu ime ife nine.
2 Agamekwu maka Jehofa, Ọbu Ya bu ebe-ngbabam na igam;
Cuku nkem, Onye mcekwubelu.
3 Makana Yanwa ganaputa I n'aka ọnyà onye-nta,
Na aka agadaga ajọ ọya nefe efe.
4 Ogeji nku-Ya-ga wekpudo I,
N'okpulu nku-Ya-ga ka igagbaba:
Ezi-okwu-Ya bu ọta na nuku ọta.
5 Imatu egwu ife ujọ n'ucici,
Nke inatu *egwu* ufele nefeghali n'efifie;
6 Maka ajọ ọya nefe efe nakpaghali n'ọcici,
Maọbu nbibi nke negbusisi n'oke efifie nabọ.
7 Nnu nabọ na iruli gada n'akuku-I,

Google

Ula-nnu na nnu ise *gada* n'aka-nni-I ;
Ma ọmakpudebe I nso.
8 Sọ anya-I ka igeji nenedo,
Wefu ine-ọlu ndi ajọ madu.
9 Makana Nginwa, Jehofa, bu ebe-ngbabam !
Imego Onye Kasi Enu ka Ọbulu ebe-obibi-i ;
10 Ọnwerọ ajọ ife ọbuna gadakwasi i,
Nke ajọ *ọyà* ọbuna gakpudebe nso ikwu-i.
11 Makana Ogetili ndi-mọ-ozi-Ya ṫwu maka i,
Idebe i n'uzọ-i nine.
12 Fa gaghọdo i n'aka-fa,
Maka ikpọbe ukwu-i na nkpuma.
13 Igazọkwasi agaba na aju-ani ukwu :
Igazọli nwa-okolọbia agaba na agwọ n'okpulu ukwu.
14 Makana ọtukwasigom ifu-n'anya-ya, maka ya ka Mgeji me ka ọgbapu :
Agamedebe ya n'ebe di enu, makana ọmago afam.
15 Ọgakpọkum, agamaza azi ya ;
Munwa ganọnyelu ya n'afufu :
Agamazọputa, nye ya otuto.
16 Agameji ogonogo ndu weme ka afọ ju ya,
Gosi azi ya nzọputam.

92

Abu-ọma, Abù nke ubọsi sabat.

1 Ọbu ezi ife ikene Jehofa,
Na ibuku afa-I abu-ọma, Ngi Onye Kasi Enu :
2 Igosi afọ-ọma-I n'ututu,
Na ikwesi-ncekwube-I kwa ucici,
3 Iji ubọ eji akwala ili kwe, na une ;
Iji onu asọ n'enu ubọ akwala.
4 Makana Ngi, Jehofa, emego ka mṅulia sitena ọlu-I :

Digitized by Google

Agamabu abù n'ọlu aka-I-ga:
Nekene ka ọlu-I-ga si webuka, Jehofa!
Ilolo-I-ga emika agadaga.
Madu anu ọfia adama ife;
Nke onye nsọkwu nagbọta nka:
Mgbe ajọ madu nepu dika afifia,
Na mgbe ndi nine nalu ajọ ọlu neso;
Ọbu ka ewegbusisia fa ọkpu:
Ma Nginwa, Jehofa, nọ n'ebe di enu ebe-ebe.
Makana, nedu, ndi-ilo-I, Jehofa,
Makana, nedu, ndi-ilo-I gana n'iyi;
Ndi nine nalu ajọ ọlu gagbasa.
Ma Ibunigo mpim dika *mpi nke* atu:
Eji ude ọfu wetem:
Anyam afuwago azi *ife mnaọ* n'aru ndi necem anwu,
Ntim anugo *ife mnaọ* maka ndi neme ajọ ife *bú* ndi nebini ọtọ imededem.
Onye ezi omume gagbọwa dika nkwu:
Ọgagba nuku dika sida na Lebanon.
Ndi amalu *ka osisi* n'unọ Jehofa
Gagbọwa *ka osisi* nime ogige-ga nke Cukuayi.
Fa ganamilili nkpulu ma fa mesia agadi;
Fa gejuputa na mili *dika osisi* di azi ndu:
Igosi na Jehofa kwu ọtọ;
Ọbu Ya bu nkpumam, ajọ omume ọbuna adirọ na Ya.

93 1 Jehofa ecigo eze; eji idi-ebube weyibe Ya;
Eyibego Jehofa afe, Ọwelugo ike fierube Onweya:

Digitized by Google

Emego azi ka ani nine kwusie ike, nke ana-puro iropu fa eropu.
2 Emelu ka ukpo-I kwusie ike sitena gbo:
Nginwa di sitena ebe-ebe.
3 Jehofa, orimili ewenigo *onu-fa* enu,
Orimili ewenigo onu-fa enu;
Orimili wenili nkpọtu-fa enu.
4 Jehofa Onye nọ n'ebe di enu di ike,
Kalia onu-ga nke imelime mili,
Kalia akpoli sili ike nke orimili nnu.
5 Ife-ama-I kwesi-ga-lu ncekwube agadaga:
Idi-nsọ kwesili unọ-I,
Jehofa, ebe-ebe.

94 1 Jehofa, Ngi Cuku Onye ibọ-ọbọ dili,
Ngi Cuku Onye ibọ-ọbọ dili, nwuputa ìfè.
2 Bunie Onwei, Ngi Onye ikpe nke uwa:
Nyecigha ndi ngala ife kwesili *fa*.
3 Jehofa, ọge one ka ndi ajọ madu,
Ọge one ka ndi ajọ madu gananya isi?
4 Fa nekwuwa, fa nekwu oke okwu:
Ndi nine nalu ajọ ọlu nanya isi.
5 Fa tilisili ndi-I, Jehofa,
Buda azi ùkwù-I.
6 Fa negbu ajadu na ọbia,
Negbu azi ọcu ndi nenwerọ nna.
7 Fa nasi, Ja amafu,
Cuku nke Jekob amagbanye.
8 Cighanu uce, unu ndi bu anu ọfia n'etiti ndi afu:
Unu ndi nsọkwu, kedu mgbe unu geji nwe amamife?
9 Onye kulu nti, Ọmanu ife?

Digitized by Google

Onye kpulu anya, Ọmafuwa uzọ?
10 Onye napia mba-ga itali, Ọmagbazili *fa*,
Ọbunadu Onye nakuzili madu amamife?
11 Jehofa nama ilolo madu,
Na fanwa bu *sọ* ofu nku-ume.
12 Aṅuli nadili onye afu Inapia itali, Jehofa,
Nakuzili ya ife di nime iwu-I;
13 Ka Iwenye ya izulu-ike n'ubọsi ajọ ife,
Genye mgbe ageji gwugodulu ajọ madu onunu.
14 Makana Jehofa ametufu ndi-Ya,
Nke Ọnarapu ùkwù-Ya.
15 Makana ikpe gecighakute ezi omume:
Ndi nine kwu ọtọ n'obi geso azi ya.
16 Onye gebinilim imedide ndi neme ajọ ife?
Onye gakwunilim imedide ndi nalu ajọ ọlu?
17 Asina Jehofa aburọli inye-akam,
Omedo ndo nkpulu-obim ebili n'ebe anedelu du.
18 Mgbe msi, Ukwum nagbucapu;
Ọbu afọ-ọma-I, Jehofa, kwadolum.
19 Nime imelime itu-ucem di-ga nimem
Ngugu-I nasọ nkpulu-obim usọ.
20 Ngi na ukpo nke agu njọ ganyakudo n'ofu,
Nke neji ukpulu eme ife ilu-aru ka?
21 Fa kpọkọbalu onwefa ọnu imedide nkpulu-obi onye ezi omume,
Ma azi ọbala nemerọ ajọ ife ọbuna ikpe.
22 Ma Jehofa abulugo unọ-enum;
Cuku nkem *bu* nkpuma nke ngbabam.
23 Ọmego ka ajọ ọlu aka-fa cighakute fa,
Ogeji azi ajọ ife aka fa webepu fa;
Jehofa Cuku-ayi gebepu fa.

Digitized by Google

95 1 Bianu, ka ayi bunye Jehofa abu ngoli:
Ka ayi kpǫba nkpu *aṅuli* nye nkpuma nke
nzǫputa-ayi.
2 Ka ayi welu ekene bia n'iru-Ya,
Ka ayi welu abu-ǫma kpǫbalu Ya nkpu *aṅuli*.
3 Makana Jehofa bu nuku Cuku,
Na nuku Eze kasi cuku nine.
4 N'aka-Ya ka ebe di-ga ogbu nke uwa di;
Enu ugwu bu-ga azi nke Ya.
5 Orimili nnu bu nke Ya, Yanwa kelu ya;
Aka-Ya kpulu ani ǫkpǫnku.
6 Bianu, ka ayi sekpuelu Ya ka ayi kpǫ isi ani;
Ka ayi gbue nkpili-ukwu n'ani n'iru Jehofa
Onye kelu ayi:
7 Makana Yanwa bu Cuku-ayi,
Ayinwa bulu ndi nke ebe-ita-nni nke Ya, na
atulu nke aka-Ya.
Tata, buluzidu na unu ganu onu-Ya,
8 Emenanu ka obi-unu sie ike, dika na Meriba,
Dika n'ubǫsi Masa nime ǫfia:
9 Mgbe nna-unu-fà nwalum,
Nwaputam ifè, wefu olu nkem.
10 Ogonogo ǫgu arǫ nabǫ ka Mtululi nduduga-
ndu *afu* izè,
Mwesi, Ǫbu ndi nawaghali n'obi-fa,
Fanwa akamarǫ uzǫm-ga.
11 Maka Ya ka Mji ṅua iyi n'iwem,
Na fa amaba n'ebe izulu-ike nkem.

96 1 Bunyenu Jehofa abu ǫfu:
Bunyenu Jehofa abu, unu uwa nine.
2 Bunyenu Jehofa abu, gǫzibenu afa-Ya;
Negosinu nzǫputa-Ya n'ifè kwada kwada.
3 Kǫsanu otuto-Ya n'etiti mba-ga,

Digitized by Google

Ọlu-ebube-Ya-ga n'etiti ndi nine *n'uwa.*
4 Makana Jehofa di nuku, kwesi azi ka eto Ya nuku otuto:
Yanwa di itulu egwu kalia cuku nine.
5 Makana cuku nine nke ndi *nine n'uwa* bu ife neloro elo:
Ma Jehofa kelu enu-igwe-ga.
6 Nsọpulu na ebube di-ga n'iru Ya:
Ike na nmá di-ga n'ebe nsọ Ya.
7 Unu ezi-na-unọ nke ndi *nine n'uwa,* nyenu Jehofa,
Nyenu Jehofa otuto na ike.
8 Nyenu Jehofa otuto kwesili afa-Ya:
Bulunu ife-nru, bata nime ogige-Ya-ga.
9 Kenu ekike di nsọ wesekpuelu Jehofa:
Mabanu aru nni n'iru Ya, unu uwa nine.
10 Kwuenu n'etiti mba-ga, si, Jehofa ecigo eze:
Emego azi ka ani nine kwusie ike nke anapuro iropu fa eropu:
Ogeji ikpe kwu ọtọ wekpe ndi *nine n'uwa.*
11 Ka enu-igwe ṅulia, ka ani golie;
Ka orimili nnu kpọtuba, na uju di ya;
12 Ka ọfia nyaba isi, na ife nine di ya nime;
Mgbe afu osisi nine di n'ugboko gabu abù ngoli;
13 N'iru Jehofa, Makana Ọbiana;
Makana Ọbiana ikpe uwa ikpe:
Ogeji ezi omume kpe ani nine ikpe,
Welu ezi-okwu-Ya kpe ndi *nine n'uwa* ikpe.

97 1 Jehofa ecigo eze; ka uwa golie;
Ka imelime agwe-etiti fa nca ṅuliba.
2 Igwe oji na ọcici dirubelu Ya okilikili:
Ezi omume na ikpe bu-ga ntọ-ani nke ukpo-Ya.

3 Ọku naga n'iru Ya,
Nelegbusi ndi nemedide Ya okilikili :
4 Àmùmà-Ya nenye ani nine ìfè :
Uwa fu, wemaba aru nni.
5 Ugwu nagbaze-ga dika akpaka-anwu n'iru Jehofa,
N'iru Dinwenu uwa nine.
6 Enu-igwe kọlu ezi omume-Ya,
Ndi nine *n'uwa* afugo azi otuto-Ya.
7 Ifele neme ndi nine nefe ife apili api,
Ndi ji ife neloro elo ebuni onwefa :
Sekpubelunu Ya, unu cuku nine.
8 Zaion nulu, ọweńuliba aṅuli,
Umu-nwayi Juda wegolie ;
Maka ifi ikpe-I-ga, Jehofa.
9 Makana Nginwa, Jehofa, kacasi uwa nine enu :
Ebunigo I enu kacasia cuku nine.
10 Unu ndi fulu Jehofa n'anya, kpọnu ajọ ife asi :
Ọnedebe nkpulu-obi ndi-afọ-ọma-Ya ;
Ọnanaputa fa n'aka ndi ajọ madu.
11 Ághalu ìfè *dika nkpulu* maka onye ezi omume,
Gha azi aṅuli maka ndi kwu ọtọ n'obi.
12 Ṅulibanu na Jehofa, unu ndi ezi omume ;
Kenenu afa-nsọ-Ya.

98 *Abu-ọma.*

1 Bunyenu Jehofa abu ọfu ;
Makana Ọmego ife iti-ga nkpu :
Aka-nni-Ya, na ọgwe-aka-Ya di nsọ, enyego Ya nzọputa.
2 Jehofa emego ka amalu nzọputa-Ya :
Ezi omume-Ya ka Okpughelu n'anya mba-ga.

3 Ọcetago afọ-ọma-Ya na ikwesi-ncekwube-Ya
n'ebe unọ Israel di :
Ebe nine uwa jedebelu afugo nzọputa nke
Cuku-ayi.
4 Kpọba nkpu anụli nye Jehofa, unu uwa nine :
Buwanu abù ka unu bua abu ngoli, eye,
bukubenu *Ya* abu-ọma.
5 Welunu ubọ-akwala bukubenu Jehofa abu-
ọma ;
Welunu ubọ-akwala na onu abu-ọma.
6 Cilinu opi na onu akpele
Wekpọba nkpu anụli n'iru Eze, bú Jehofa.
7 Ka orimili nnu kpọtuba, ya na ife-uju-ya ;
Ani nine, na ndi bi nime fa ;
8 Ka orimili kuba aka-fa ;
Ka ugwu bukọba abu *ngoli* ọnu ;
9 N'iru Jehofa, makana Ọbiana ikpe uwa ikpe :
Ogeji ezi omume kpe ani nine ikpe,
Welu ikpe kwu ọtọ kpe ndi *nine n'uwa.*

99 1 Jehofa ecigo eze ; ka aru maba ndi *nine n'uwa* nni :
Ọnanọkwasi n'enu cerubim ; ka uwa sọba
ngọngọ.
2 Jehofa bu nuku na Zaion ;
Di azi enu kalia ndi nine *n'uwa.*
3 Ka fa kene nuku afa-I di itulu egwu :
Yanwa di nsọ.

4 Ike nke eze azi nafu ikpe n'anya ;
Nginwa neme ka ife kwu ọtọ kwusie ike,
Nginwa neme ife Ikpelu n'ikpe *neme azi* ezi
omume na Jekob.
5 Bunienu Jehofa Cuku-ayi,

Digitized by Google

Sekpuenu n'ukwu-odide izọkwasi ukwu Ya:
Yanwa di nsọ.
6 Moses na Eron di n'etiti ndi-ncu-aja-Ya,
Samuel di azi n'etiti ndi nakpọku afa-Ya;
Fa kpọkulu Jehofa, Yanwa weza fa.
7 Ọgwalu fa okwu nime ide ígwé oji:
Fa debelu ife-ama-Ya-ga, na ukpulu Ọnyelu fa.
8 Nginwa zalu fa, Jehofa Cuku-ayi:
Ibuli Cuku Nke nebupulu fa njọ-fa,
Ọbu ezie na Ibọlu ọ́bọ̀ omume-fa-ga.
9 Bunienu Jehofa Cuku-ayi,
Sekpubenu n'ugwu-Ya di nsọ;
Makana Jehofa Cuku-ayi di nsọ.

100

Abu-ọma inye-ekene.

1 Kpọbanu nkpu aṅuli nye Jehofa, unu ani nine.
2 Welunu aṅuli febe Jehofa:
Welunu abu bia n'iru Ya.
3 Malunu na Jehofa Yanwa bu Cuku:
Ọbu Yanwa kegolu ayi, ayinwa bu ndi-Ya;
Ayi bu ndi-Ya, na atulu nke ebe-ita-nni-Ya.
4 Welunu ekene ba n'ọnu-uzọ-ilo-Ya-ga,
Welunu otuto ba nime ogige-Ya-ga:
Kenenu Ya ekene, gozie-azi-nu afa-Ya.
5 Makana Jehofa di nma; afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe;
Ikwesi-ncekwube-Ya genyena ndudugandu nine.

101

Abu-ọma Defid.

1 Agamabu abù maka afọ-ọma na ikpe:
Ọbu I, Jehofa, ka mgabuku abu-ọma.

Digitized by Google

2 Agamakpacapu anya n'uzọ zulu oke :
A kedu mgbe Igeji biakutem ?
Agamakpaghali nime unọm n'obi zulu oke.
3 Mmedebe ife neloro elo ọbuna n'irum :
Akpọlum ọlu ndi sifielu uzọ asi ;
Ọmanyakudom n'aru.
4 Obi ngiligọ gesi n'arum pua :
Mmama ajọ *madu* ọbuna.
5 Onye nekpe madu-ibe-ya ìkpè na nzuzo, ya ka mgegbusisi.
Onye nebuni iru-ya enu na onye nwelu obi ngala ka mmanekwe.
6 Anyam gadikwasi n'aru ndi kwesili ncekwube n'ani, ka fa webinyelum :
Onye neje n'uzọ zulu oke, ọbu yanwa gejelum ozi.
7 Onye nalu ọlu aghughọ amebi n'unọm
Onye nekwu okwu asi amakwusi ike n'anyam.
8 Kwa ututu ka mgegbusisi ajọ madu nine n'ani ;
Ibepu ndi nine nalu ajọ ọlu n'obodo Jehofa.

102

Ekpelu onye ebudalu ebuda, mgbe ufu ji kpube ya, owekwusisia okwu-ya n'iru Jehofa.

1 Nulu ekpelum, Jehofa,
Kwe ka ákwám bialue I aru.
2 Ezọnarinam iru-I n'ubọsi afufum :
Tọ nti-I n'ani n'ebe mnọ ;
N'ubọsi mu akpọkuna zam ọsisọ.
3 Makana anekpocapu ubọsim-ga dika anwulu,
Elelu ọkpukpum-ga ọku dika ọnọkọ.
4 Etili obim ife dika afifia, ọkpọnwua ;
Makana anamecezọ ili nnim.
5 Maka ifi onu isu-udem

Digitized by Google

Ọkpukpum nyakudo n'arum.
6 Adim ka *nnunu* pelikan nke ọfia kwu nkiti ;
Adim ka okwukwu nke nkpọnkpọ obodo-ga.
7 Anamece nce, adi-azim
Dika nza nke sọ ya nọ n'enu unọ.
8 Ndi-ilom nakpalim ogonogo ubọsi nine ;
Ndi napu ala nemedidem jim akpọ iyi.
9 Makana eligom ntu ọku dika nni,
Welu azi ikwa-ákwá gbagwa n'ife-ọlilam.
10 Maka ifi ajọ iwe-I na iwe-I :
Makana Ikunigom, tufue-azim.
11 Ubọsim di-ga ka onyinyo ma anya-anwu nada ada ;
Munwa akpọnwugo dika afifia.

12 Ma Nginwa, Jehofa, ganọ ani *ka ezé* ebe-ebe ;
Nceta-I genyena ndudugandu nine.
13 Nginwa gebini, melu Zaion ebele :
Makana olugo ọge imelu ya ebele, eye, ọge akalu abiago.
14 Makana ife nkpuma-ya nasọ ndi-odibo-I usọ,
Fa nemelu etum-ya ebele.
15 Maka ya mba gatu-ga-lu afa Jehofa egwu,
Ndi-eze nine nke uwa *gatulu* otuto-I *egwu :*
16 Makana Jehofa aluzigo Zaion,
Ọwelugo otuto-Ya gosi Onweya ;
17 Odogo iru n'ekpelu nke ndi nenwerọ ife ọbuna,
Ọneninurọ ekpelu-fa.
18 Nka ka agede maka ndudugandu biana abiana :
Ndi ageke eke geto Ja.
19 Makana Osigo n'enu ebe-nsọ-Ya wenedata anya ;

Digitized by Google

Sitena enu-igwe ka Jehofa ji nedo anya n'uwa;
20 Inu udè onye nji;
Itọpu ndi akalu inwu ọnwu;
21 Ka madu wekọ afa Jehofa na Zaion,
Kọ azi otutu-Ya na Jerusalem;
22 Mgbe akpọkọbalu ndi *nine n'uwa* ọnu,
Kpọkọba azi ani-eze ifè Jehofa.

23 Obudalu ikem n'uzọ;
Ọmelu ka ubọsim di nkenke.
24 Msi, Cuku nkem, ewepunam n'etiti ubọsim-ga:
Arọ-I nadi-ga ndudugandu nine.
25 Gbo ka Itọgoluli ntọ-ani uwa-ga;
Enu-igwe bu-ga ọlu aka-I.
26 Fanwa gana n'iyi, ma Nginwa nakwudide:
Eye, fa nine gaka nka dika afe;
Igenwopu fa dika otogbo, agenwopu azi fa:
27 Ma Nginwa di ka Idi,
Arọ-I amenwe-ga isi-njedebe.
28 Umu ndi-odibo-I ganọdide,
Ageme ka nkpulu-fa kwusie ike n'iru I.

Nke Defid.

103 1 Gọzie Jehofa, ngi nkpulu-obim;
Ka ife nine di nimem, *gọzie* afa nsọ Ya.
2 Gọzie Jehofa, ngi nkpulu-obim,
Ecezọkwana ọgọ-Ya nine:
3 Onye nagbaghalu ajo omume-i nine;
Onye nazọ ọya-i nine;
4 Onye nagbaputa ndu-i n'aka ebe nbibi;
Onye ji afọ-ọma na ebele-ga wekpube i okpu:
5 Onye melu ka afọ ju ọnu-i n'ezi ife;

Google

Iwesi nọfu dinwo ndu idi na nwata dika ugo.
6 Jehofa neme ezi omume-ga,
Nemelu azi ndi nine anakpagbu ife Ọkpelu n'ikpe.
7 Ọmelu ka Moses malu uzọ-Ya-ga,
Me azi ka umu Israel malu omume-Ya-ga.
8 Jehofa juputalu n'ebele namu azi amala,
Ọdewe iwe ọsisọ, Ọnwe-azi-li imelime afọ-ọma.
9 Ọmanaba nba ọkpu;
Nke Ọgedebe *iwe-Ya* ebe-ebe.
10 Ọmesorọ ayi ka njọ-ayi si di-ga,
Nke Onenyecigha ayi ugwọ ka ajọ omume-ayi si di-ga.
11 Makana dika enu-igwe si ka uwa enu,
Ọbu nọfu ka ebele-Ya di nuku n'ebe ndi natulu Ya egwu nọ.
12 Dika ka iru-anya-anwu si te aka n'ọdida-anwu,
Nọfu ka Osi wete njefie-ayi aka n'ebe ayi nọ.
13 Dika ka nna si emelu umu-ya ebele,
Ọbu nọfu ka Jehọfa si emelu ndi natulu Ya egwu ebele.
14 Makana Yanwa malu ka esi kpu ayi;
Ọneceta na ayinwa bu etum.
15 Ma madu, ubọsi-ya di-ga ka afifia;
Dika ototo nke ọfia, nọfu ka osi eso.
16 Makana ikuku gafera ya n'isi, ọna;
Ebe-ya amamanwozi ya ọzọ.
17 Ma afọ-ọma Jehofa nesite n'ebe-ebe genyena ebe-ebe n'isi ndi natulu Ya egwu,
Ezi omume-Ya azi nelu umu umu;
18 N'etu ndi nedebe àgbà-Ya,
Na ndi neceta ife Ọtọ-ga-lu ato ime fa.

19 Jehofa emego ka ukpo-Ya kwusie ike n'enu-igwe-ga;
Ani-eze-Ya naci ọra.
20 Gọzienu Jehofa, unu ndi-mọ-ozi-Ya:
Unu bu ndi-odogu di ike, nemezu okwu-Ya,
Nanu onu okwu-Ya.
21 Gọzienu Jehofa, unu usu-*ndi-agha*-Ya nine,
Unu ndi nejelu Ya ozi, neme ife nasọ Ya.
22 Gọzienu Jehofa, unu ọlu-Ya nine,
N'ebe nine Ọnaci:
Gọzie Jehofa, ngi nkpulu-obim.

104 1 Gọzie Jehofa, ngi nkpulu-obim.
Jehofa Cuku nkem, Ibuka nuku;
Eji nsọpulu na ebube weyibe I.
2 Onye ji ife kpudo Onwei dika *eyikpolu* otogbo;
Onye nagbasapu enu-igwe dika ife okpukpu:
3 Onye netinye ọlege-ga nke unọ-enu-Ya nime mili-ga;
Onye neme ka igwe oji bulu ugbọ-ani-Ya;
Onye neje ije n'enu nku-ga nke ikuku;
4 Onye neme ka ndi-mọ-ozi-Ya bulu ikuku;
Ndi nejelu Ya ozi *bulu* ọku nenwu enwu:
5 Onye tọlu uwa n'enu ntọ-ani-ya-ga,
Ka ọghalu ironi ebe-ebe ebe-ebe.
6 Iji ogbu *mili* kpudo ya dika *eyikpolu* afe;
Mili di-ga enu kalia ugwu-ga.
7 N'iba-nba-I fa gbapu;
N'onu akpala-I fa gbanagba;
8 Fa si n'ugwu-ga narọgo, fa si na mgbulugu-du-ga nezida,
Wenye n'ebe Itọlu fa-li.
9 Ikpalu oke nke fa napurọ iṅefega ya;

Digitized by Google

Ka fa ghalu icigha azu gelikpue uwa.
10 Oziputalu mili-iyi-ga nime mgbulugudu;
Fa rube n'etiti ugwu-ga:
11 Fa nenye anu ǫfia ǫbuna mili ǫlila;
Anyinya ǫfia wenemeju akpili-ǫkpǫnku-fa.
12 Na nso fa ka anu-ufe nke ígwé nwelu ebe-obibi-fa,
Fa nabu abù n'etiti ngadaba osisi-ga.
13 Onesi n'ime-unǫ-Ya-ga ezowusa ugwu-ga mili;
Nkpulu nke ǫlu-I julu uwa afǫ.
14 Ǫneme ka afifia nepulu ife-enunu,
Na ife akuku nke madu geli;
Ka Owesi n'ani weputa nni:
15 Na manya *fain* nke neme ka obi madu nańuli ańuli,
Na ude ime ka iru-ya negbu musi musi,
Na nni nke nenye madu ume n'obi.
16 Afǫ julu osisi-ga nke Jehofa;
Osisi sida-ga nke Lebanon, nke Ǫmagolu;
17 Ebe umu-nnunu nama akwu-fa:
Ma stǫk, osisi fia bu-ga unǫ-ya.
18 Ugwu di-ga enu bu nke ewu ǫfia;
Nkpuma bu-ga ebe ngbaba nke koni.
19 Ǫmelu ǫnwa ka ǫbulu ife igosi ǫge:
Anya-anwu nama ǫdida-ya.
20 Ineme ǫcici, ǫwebulu ucici;
Nke anu ugboko nine nakpuputa.
21 Umu agaba anagbǫ uja *neso* anu fa gadǫli,
Nacǫ ife-olili-fa n'aka Cuku.
22 Anwu watara, fa anaba,
Gatǫgbǫ onwefa nime ǫnu-fa.
23 Madu apua gaba ǫlu-ya
Na àkànyà-ya genyena anyasi.
24 Jehofa, nekene ka ǫlu-I si di-ga imelime!

Amamife ka Iji weme fa nine;
Uwa juputalu n'ife Inwelu.
N'ebenu ka orimili nnu di, bue nuku di azi obodobo,
Nke ife nakpu-ga akpu di nime ya aguta ọnu,
Ka ọbele ka nuku anumanu.
N'ebe afu ka ugbọ naga-ga;
N'ebe afu ka agwọ-ọla mili di, nke Ikpugolu igwuli egwu nime ya.
Ndia nine bolu I anya,
Ka Iwenye fa nni-fa n'ọge-ya.
Ife Inyelu fa ka fa nekpokọ;
Isara aka-I, ezi ife eju fa afọ.
Izobera iru-I, akpajiji anwulu fa;
Iwepura ume-fa, fa anwuru,
Fa anaku etum-fa.
Iziputa mọ-I, eke fa;
Ime ka iru ani dinwo ọfu.
Ka otuto Jehofa dидide ebe-ebe;
Ka Jehofa ṅulia n'ọlu-Ya-ga:
Onye nenedo anya n'uwa, aru amaba *uwa* nni;
Ọmetura ugwu-ga aka, fa akwuba anwulu.
Agamnabunye Jehofa abu ka mditalu ndu be:
Agamnabuku Cuku nkem abu-oma n'ebe mnanọlili.
Ka icighali-obim bulu ife gasọ Ya usọ:
Munwa gaṅuli aṅuli na Jehofa.
Ka ebepusia ndi ọjọ n'uwa,
Ka ndi ajọ madu ghalu idinwozi ọzọ.
Gọzie Jehofa, ngi nkpulu-obim.
Tobenu Ja.

Digitized by Google

105 1 Kenebenu Jehofa, kpọbenu afa-Ya;
Menu ka amazue omume-Ya n'etiti ndi *nine n'uwa.*
2 Bunyenu Ya abù, bukubenu Ya abu-ọma;
Nacighanu uce maka ọlu-iti-nkpu-Ya nine.
3 Nanyanu isi n'afa nsọ Ya:
Ka obi ndi nacọ Jehofa golie.
4 Cọbanu Jehofa na ike-Ya;
Cọbanu iru-Ya mgbe nine.
5 Cetanu ọlu-iti-nkpu-Ya-ga nke Ọlugolu;
Ọlu-ebube-Ya-ga, na ikpe ọnu-Ya;
6 Unu nkpulu nke Abraham odibo-Ya,
Unu umu Jekob, ndi Ọrọtalu.
7 Ọbu Yanwa bu Jehofa Cuku-ayi:
Ikpe-Ya di-ga n'uwa nine.
8 Ọcetago àgbà-Ya ebe-ebe,
Okwu nke Otili nnu ndudugandu nabọ na ọgu ili iwu;
9 *Agbà* nke Ya na Abraham melu,
Na iyi *Ọnulu* Aisak;
10 Me azi ka ofu afu kwusie ike n'ebe Jekob nọ ka ọbulu ukpulu,
Melu Israel ka ọbulu àgbà ebe-ebe:
11 Si, Ọbu i ka Mgenye ani Kenan,
Bú ókè nke ùkwù-unu:
12 Mgbe fa ji bulu sọ madu onenone n'ọnu-ọgu-*fa;*
Eye, fa di nọ onenone, bulu azi ndi nanwu ula nime ya;
13 Fa nagaghali nesi na mba nefelu na mba,
Nesi n'ofu ani-eze nefelu na ndi ọzọ.
14 Okwerọ ka madu ọbuna kpagbue fa;
Eye, Oneji maka ifi fa adọ ndi-eze nti;
15 *Si,* Emetukwananu ndi nkem Mtelu ude ak-

Emekwana ndi-amumam ajọ ife ọbuna.
16 Ọkpọlu ugani n'ani afu;
Ọkpajisili nza-fa nca nke bu nni-fa.
17 Ozibulu ofu nwoke n'iru-fa;
Elelu Josef ka ọbulu orù:
18 Fa ji ọ̀gba wemelu ya aru n'ukwu;
Nkpulu-obi-ya balu n'ígwè;
19 Genye mgbe okwu-ya ji le;
Okwu Jehofa nucalu ya.
20 Eze afu wezie kpọpu ya;
Bú onye naci ndi *afu*-ga, weme ka ọnwelu onweya.
21 Ọmelu ka ọbulu dinwenu be-ya,
Na onye nacikọ àkù-ya nine:
22 Ka onefie ndi-isi-ya agbu ka osi sọ ya,
Nakuzi-azi-li ndi-ikenye-ya amamife.
23 Israel bata-azi-li n'Ijipt;
Jekob nwua ula n'ani Ham.
24 Ọweme ka ndi-Ya mua ọmumù agadaga,
Me ka fa ka ndi namanye fa ike.
25 Orughalili obi-fa ikpọ ndi-Ya asi,
Ka fa welu uzọ nlafu meso ndi-odibo-Ya.
26 Ozili Moses odibo-Ya,
Na Eron onye Ọrọtalu.
27 Fa tinyelu n'etiti fa okwu nke ife-arima-Ya-ga,
Na ife-ebube-ga n'ani Ham.
28 Ozili ọcici, me ka ọgbacie;
Fa anupurọ isi n'okwu-Ya-ga.
29 Ọmelu ka mili-fa ghọru ọbala,
Gbue ázù-fa.
30 Ani-fa nuputa awọ,
N'ime-unọ ndi-eze-fa-ga.
31 Okwulu okwu, òdùdù nuputa,
Na anwu-ọtita n'ókè-ani-fa nine.

Google

32 Ọnyelu fa aku-mili-igwe ka ọbulu mili ozizo,
Na ọku onwunwu n'ani-fa.
33 Otili *osisi* fain-fa azi na osisi-fig-fa;
Gbọwasia osisi di-ga n'ókè-ani-fa.
34 Okwulu okwu, igwulube da,
Na umu igwulube, nke nadirọ iguta ọnu,
35 Fa welacapu ife akuku ọbuna di n'ani-fa,
Lacapu azi nkpulu nke ani-fa.
36 Otigbusi-azi-li umu izizi nine n'ani-fa,
Nke bú isi-nbido ume-fa nine.
37 Ọkpọputalu fa fa cili ọna-ọca na ọna-edo:
Ọnwerọ ofu onye efu nasọ ngọngọ n'etiti ebo-Ya-ga.
38 Ijipt ṅulili aṅuli mgbe fa nirili;
Makana egwù-fa dakwasili fa.
39 Ọgbasalu igwe oji ka ọbulu ife ngbodo;
Na ọku inye fa ìfè n'ucici.
40 Fa yọlu, Ọciputa kwel,
Welu nni enu-igwe me ka afọ ju fa.
41 Ọmeghelu nkpuma, mili ruputa;
Fa neru n'ebe-ọkpọnku *dika* orimili.
42 Makana Ọcetalu okwu-Ya di nsọ.
Na Abraham odibo-Ya.
43 Ọwelu ngoli kpọputa ndi-Ya,
Welu azi abù ngoli *kpọputa* ndi-Ya Ọrọtalu.
44 Ọwelu ani mba-ga nye fa;
Fa welu ife àkànyà ndi ọzọ ka ọbulu ife fa nwelu:
45 Ka fa wedebe ukpulu-Ya-ga,
Necebe iwu-Ya-ga.
Tobenu Ja.

106 1 Tobenu Ja.
Kenenu Jehofa; makana Ọdi nma:

Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
2 Onye pulu ikọ ọlu odogu-ga nke Jehofa,
Maọbu igosi otutu-Ya nine?
3 Aṅuli nadili ndi nedebe ikpe,
Na onye neme ezi omume mgbe nine.
4 Jehofa, welu ka ife ndi nke I si asọ I cetam;
Welu nzọputa-I netam:
5 Ka mwefu ọdi-nma nke ndi Irọtalu,
Ka mweṅulia n'aṅuli nke mba-I,
Ka mwesolu ùkwù-I nya isi.

6 Ayi esolugo nna-ayi-fà me njọ,
Ayi emego ajọ omume, ayi emego ife ọjọ.
7 Nna-ayi-fà aghọtarọ ife-iti-ga-nkpu-I n'Ijipt;
Fa ecetarọ imelime afọ-ọma-I-ga;
Ma fa nupulu isi n'orimili nnu, nke bu Orimili Nme-nme.
8 Ka osina di Ọzọputalu fa maka ifi afa-Ya,
Ka Ọweme ka amalu odogu di ike Ọbu.
9 Ọba-azi-li Orimili Nme-nme nba, ọwetakọlọ:
Nyabuna Odulu fa gafe ebe di-ga ogbu, dika anagafe ọzala.
10 Ọwezọputa fa n'aka onye kpọlu fa asi,
Gbaputa azi fa n'aka onye-ilo afu.
11 Mili-ga welikpue ndi namanye fa:
Ọnwerọ ofu efu nime fa gbọfọlunu.
12 Mgbe afu fa wekwelu okwu-Ya-ga;
Fa buba abù otuto-Ya.
13 Fa edorọ ndo cezọ ọlu-Ya-ga;
Fa egerọ alo-Ya:
14 Ma fa cọsili ajọ ọcicọ ike n'ọfia,
Wenwa Cuku n'ani ọkpọ-nku.
15 Ọwenye fa ayiyọ-fa;
Ma Ozitalu aru-ọtita na nkpulu-ọbi-fa.

16 Fa kwoso-azi-li Moses ekwolo n'ebe enye-ga-lu ikwu,
Na Eron onye nsọ nke Jehofa.
17 Ani salu ọnu weno Detan,
Wekpudo otu Abairam.
18 Ewefunwue ọku nime otu-fa;
Ilele ọku afu legbusia ndi ajọ madu.
19 Fa kpulu nwa efi na Horeb,
Wesekpuelu alusi fa kpulu akpu.
20 Nọnwọ ka fa si welu otuto-fa
Ghalu udi efi nata afifia.
21 Fa cezọlu Cuku Onye-nzọputa-fa,
Nke meluli nuku ife-ga n'Ijipt;
22 Lua ọlu iti-ga-nkpu n'ani Ham,
Na ife itu-ga-lu egwu n'akuku Orimili Nme nme.
23 Ya kpatalu Oji si na Ya gegbusisi fa,
Asina Moses onye Ọrọtalu anakwuluro n'iru Ya nime ntiwa afu,
Iwepu ọnuma-Ya, maka Ogbusisia fa.
24 Eye, fa julu ani afu tolu icọsi ike,
Fa ekwerọ okwu-Ya;
25 Ma fa tamulu ntamu nime ikwu-fa-ga,
Weghalu inu onu Jehofa.
26 Ya kpatalu na Obunili aka-Ya n'ebe fa nọ,
Si na Ya geme ka fa da nime ọfia:
27 Me azi ka nkpulu-fa da n'etiti mba-ga,
Cusa azi fa n'ani afu-ga.
28 Fa welu onwefa azi nyakudo na Beal-peọ,
Lie azi ife eji cunye-ga-lu ndi nwulu anwu aja.
29 Nọnwọ ka fa si welu omume-fa-ga kpasue Ya iwe;
Ewepia fa ajọ itali.

Digitized by Google

30 Mgbe afu Finehas kwulu ọtọ, weme ife ekpelu n'ikpe:
Ewekwusi ajọ itali afu.
31 Agunyelu ya nke afu n'ezi omume,
Genyena ndudugandu nine ebe-ebe.
32 Fa kpanili ya iwe azi na mili Meriba-ga,
Nyabuna ọdili Moses njọ maka ifi fa:
33 Makana fa nanupu isi medide mọ-ya,
Oji egbugbele-ọnu-ya kwu okwu nelobulu elobulu.
34 Fa egbusisiro ndi afu-ga,
Etu Jehofa si tili fa iwu;
35 Ma fa welu onwefa gaghagbunyelu mba-ga,
Wemuta ọlu-fa-ga:
36 Fa wefebe alusi-fa-ga;
Nke mesili bulu fa ọnyà:
37 Eye, fa cili umu-fa ndikom na umu-fa umunwayi wecunyelu ndi ajọ mọ aja,
38 Gbafue azi ọbala nemerọ ajọ ife ọbuna, bú ọbala umu-fa ndikom na umu-fa umu-nwayi,
Ndi fa ji cunyelu alusi-ga nke Kenan aja;
Ewewelu ọbala melua ani afu.
39 Nọnwọ ka ọlu-fa si emelua fa,
Fa weyili ọyi naga nime omume-fa.
40 Ya kpatalu na iwe Jehofa nwulu ọku n'aru ndi-Ya,
Ọweju ùkwù-Ya.
41 Ọwelu fa nye n'aka mba-ga;
Ndi kpọlu fa asi naci fa.
42 Ndi-ilo-fa azi nemegbu fa,
Ewebuda fa n'okpulu aka-fa.
43 Imelime ọge ka Ọnazọputa fa;
Ma n'alo-fa fa nupulu isi *n'okpulu Cukụ*,
Ewebuda fa ani n'ajọ omume-fa.

Google

44 Ka osina di Ọnene nmanye-fa,
Mgbe Oji nu ákwá-fa:
45 Ọweceta àgbà-Ya maka ifi-fa,
Welocigha etu imelime afọ-ọma-Ya ra,
46 Ọme-azi-li ka ndi nine dọlu fa n'agha
Melu fa ebele.

47 Zọputa ayi, Jehofa Cuku-ayi,
Kpọkọputa azi ayi n'etiti mba-ga,
Ikene afa nsọ I,
Na inya isi n'otuto-I.

48 Ngọzi dili Jehofa, Cuku nke Israel,
Sitena ebe-ebe genyena ebe-ebe.
Ka ndi nine si, Amen.
Tobenu Ja.

AKWUKWỌ V.

107 1 Kenenu Jehofa; makana Ọdi nma:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
2 Ka ndi Jehofa gbaputalu kwue *nọfu*,
Ndi Ọgbaputagolu n'aka onye namanye fa;
3 Wekpọkọputasia fa n'ani-ga,
Sitena iru-anya-anwu na sitena ọdida-anya-anwu,
Sitena Ugwu na sitena orimili nnu.

4 Fa waghalili nime ọfia n'uzọ ani ọkpọ-nku;
Fa afurọ obodo obibi.
5 Agu nni na agu mili gulu fa,
Ufu nekpu nkpulu-obi-fa nime fa.
6 Mgbe afu fa kpọkue Jehofa n'afufu-fa,
Ọwenaputa fa n'aka ife nakpagbu fa.

Google

7 Odu-azi-li fa ga n' uzọ kwu ọtọ,
Ka fa weje n'obodo obibi.
8 Buluzidu na madu gekene Jehofa maka afọ-ọma-Ya,
Na maka ọlu iti-nkpu Ọlu-ga-lu umu madu!
9 Makana Ọneme ka afọ ju nkpulu-obi ife di ngbu,
Nkpulu-obi agu nagu Ọwelu ezi ife nyejue ya afọ.

10 Etu ndi nọ ani nime ọcici na ime onyinyo ọnwu,
Ebe fa bu ndi nji nime nbuda na igà;
11 Makana fa nupulu isi medide okwu-ga nke Cuku,
Nenia azi alo Onye Kasi Enu:
12 Ya kpatalu Oji welu idọ-àkànyà buda obi-fa;
Fa dalu n'ani, ọnwerọ ofu onye efu nọ inyelu fa aka.
13 Mgbe afu fa kpọkue Jehofa nime afufu-fa,
Ọwezọputa fa n'ife nakpagbu fa-ga.
14 Osi n'ọcici na onyinyo ọnwu kpọputa fa,
Wetilisia agbu-fa.
15 Buluzidu na madu gekene Jehofa maka afọ-ọma-Ya,
Na maka ọlu iti-nkpu Ọlu-ga-lu umu madu!
16 Makana Otiwago aku-uzọ ọna,
Tijisia nga ígwè.

17 Anebuda ndi nsọkwu maka ifi uzọ njefie-fa,
Na maka ajọ-omume-fa-ga.
18 Nkpulu-obi-fa naju ife olili nine di-ga ice ice;
Fa nakpudebe nso ọnu-uzọ-ga nke ọnwu.

Google

19 Mgbe afu fa kpọkue Jehofa n'afufu-fa,
Ọwezọputa fa n'ife nakpagbu fa-ga.
20 Ozili okwu-Ya, wezọ fa,
Me azi ka fa gbapu n'ebe-nbibi-fa-ga.
21 Buluzidu na madu gekene Jehofa maka afọ-ọma-Ya,
Na maka ọlu iti-nkpu Ọlu-ga-lu umu madu!
22 Ka fa nacu aja-ga *nke bu* ekene,
Welu azi abu *ngoli* kọ ọlu-Ya-ga.

23 Ndi naba n'ugbọ agbada n'orimili nnu,
Ndi nalu ọlu na nuku mili-ga;
24 Ndia nafu ọlu-ga nke Jehofa,
Na ife iti-nkpu Ya-ga n'ogbu mili.
25 Makana Oneti iwu, nakpọni oke ikuku,
Nke nebuni akpoli di-ga ya enu.
26 Fa aligolue n'ígwé, fa alidakwa ọzọ nime ogbu mili-ga:
Nkpulu-obi-fa amusia mili maka ifi ajọ ife.
27 Fa anadaghali, nasọ ngọngọ dika onye manya negbu,
Amamife-fa nine agwusia.
28 Mgbe afu fa kpọkue Jehofa n'afufu-fa,
Ọwekpọputa fa n'ife nakpagbu fa-ga.
29 Ọneme ka nuku ifufe julu,
Ka akpoli di-ga ya wedelu du.
30 Mgbe afu fa aṅuliba aṅuli makana ọmadebego fa;
Owedulue fa n'otu ebe fa cọlu inyenu.
31 Buluzidu na madu gekene Jehofa maka afọ-ọma-Ya,
Na maka ọlu iti-nkpu Ọlu-ga-lu umu madu!
32 Ka fa bunie Ya azi nime nzukọ ndi *Israel*,
To azi Ya n'ọnọdu ndi-ikenye.

Digitized by Google

33 Onerughali orimili-ga ka fa bulu ọfia kwu nkiti,
Rughalia isi-iyi ka fa bulu ani ọkpọ-nku ;
34 Me ka ani namasi nni bulu ani bu sọ nnu nnu,
Maka ifi ajọ omume ndi bi nime ya.
35 Onerughali ọfia kwu nkiti ka ọbulu ọdọ mili,
Rughalia azi ani ọkpọ-nku ka ọbulu isi-iyi.
36 N'ebe afu ka Ọmelu ka ndi agu nagu bili,
Ka fa wedozie obodo obibi ;
37 Wegha nkpulu n'ugbo-ga, gbue azi ugbo-fain-ga,
Ghọta azi nkpulu fa masili.
38 Ọnagọzi azi fa, fa ewenaba uba agadaga ;
Ọkwerọ ka ife-enunu-fa benata.
39 Ọzọkwasi, eme ka fa benata erudo azi fa
Sitena nmanye, ajọ ife, na uru.
40 Onerulu nneni rukwasi ndicie,
Me ka fa nawaghali n'ebe kwu nkiti, uzọ ọbuna nadirọ.
41 Ma Onesi na nbuda edebe ọgbenya n'ebe di enu,
Melu *ya* ezi-na-unọ dika ìgwè *atulu.*
42 Ndi kwu ọtọ gafu ya, ṅulia aṅuli ;
Ajọ omume nine gekpuci ọnu-ya.
43 Onye ọbuna malu ife gariba ife ndia ama,
Fa ganacigha afọ-ọma-ga nke Jehofa n'uce-fa.

108

Abu, Abu-ọma Defid.

1 Cuku, obim kwusi ike ;
Agamabu abù, eye, agamabu*ku I* abu-ọma,
ọbunadu otutom ka mgeji *bu abu.*
2 Tetanu, une na ubọ-akwala :

Digitized by Google

Agamakpọte ci ofufo.
3 Agamekene I, Jehofa, n'etiti ndi *nine n'uwa:*
Agamabuku I abu-ọma n'etiti mba-ga.
4 Makana afọ-ọma-I ka enu-igwe-ga enu,
Ezi-okwu-I azi *lue* n'igwe-ga.
5 Cuku, ka ebunie I kalia enu-igwe-ga enu:
Ka otuto-I ka uwa nine enu.
6 Ka ewedọputa onye Ifulu n'anya,
Welu aka-nni-I zọputa, za azi ayi.
7 Cuku ekwugo okwu n'idi-nsọ-Ya; agamanya isi:
Agameke Ṣekem, siputa mgbulugudu Sọkot.
8 Gilead bu nkem; Manase bu nkem;
Ifraim azi bu ife izedo isim;
Juda bu ọgbanci-eze nkem.
9 Moab bu ite ica ukwum;
Agamawuralu Idom akpukpọ-ukwum:
Agamakpọkpo Filistia nkpu nmeli.
10 Onye gakpọbam n'obodo egwurubelu iga?
Onye dulugolum je n'Idom.
11 Cuku, Itufurọgo ayi ka?
Cuku, Idesozi usu-*ndi-agha*-ayi eje agha?
12 Nyelu ayi aka imedide onye namanye ayi:
Makana nzọputa madu bu ife nkiti.
13 Sitena Cuku ayi geme ife diùkpà:
Makana ọbu Ya gazọtu ndi namanye ayi.

109

Ọdili Onye-isi Abu: Abu-ọma Defid.

1 Edelukwana du, Ngi Cuku nke otutom;
2 Makana fa asago ọnu ajọ madu na ọnu aghughọ medidem;
Fa ewelugo ile asi ikwu okwu medidem.

Digitized by Google

3 Fa ji azi okwu ikpọ-asị wenọrubem okilikili,
Nusom ọgu n'ebe mnemerọ ife ọbuna.
4 Fa welu maka ifu-n'anyam webulu ndi nemedidem:
Ma munwa *nekpe* ekpelu.
5 Fa ewelugo ajọ ife kwuam ugwọ ezi ife,
Welu azi ikpọ-asi kwua ugwọ ifu-n'anyam.
6 Debe ajọ madu ka ọbulu isi-ya:
Ka onye nmedide kwunye n'aka-nni-ya.
7 Mgbe ekpelu ya ikpe, ka obulu ikpe-ọmuma pua;
Ka eme ka ekpelu-ya ghọru njọ.
8 Me ka ubọsi-ya di onenone;
Ka onye ọzọ nọcie ọkwa-ya.
9 Me ka umu-ya nwedebe nna,
Ka nwunye-ya bulu ajadu.
10 Ka umu-ya bulu ndi-ọseaka, ka fa nayọ *nni;*
Ka fa si n'ebe nke fa kwu nkiti wecọba *nni-fa* n'ọte-aka.
11 Ka onye rulu ya uma kwakọlu ife nine ọnwelu;
Ka ndi ani madu kwalia ife ọdọtalu n'àkà-nyà.
12 Ka ọghalu inwe azi onye ọbuna ganegosi ya afọ-ọma;
Nke ọnenwe azi onye ọbuna gemelu umu-ya nenwerọ nna ebele.
13 Ka ebepu elili-umu-ya;
Na ndudugandu sonu ka eficapu afa-fa.
14 Ka ajọ omume nna-ya-fà bulu ife ageceta n'ebe Jehofa nọ;
Ka aghalu ificapu njọ nne-ya.
15 Ka fa di n'iru Jehofa mgbe nine,
Ka Ọwebepu nceta-fa n'uwa.

Digitized by Google

16 Makana ọcetarọ igosi afọ-ọma,
Ma ọculu onye ebudalu ebuda na ọgbenya,
Na onye obi-ya tiwalu etiwa, igbu *fa*.
17 Eye, ọfulu ikpọ-iyi n'anya, ọwebiakute ya;
Ngọzi adasọ ya usọ, ọwedite aka n'ebe ọnọ.
18 Oji ikpọ-iyi yikpo azi onweya dika *oyikpolu* afe-ya,
Ọweba nime afọ-ya dika mili,
Ba azi ka ude nime ọkpukpu-ya-ga.
19 Me ka ọdi ya ka ákwà nke oji egbodo onweya,
Ka ọbulu ife nfiedo nke eji fiedo ya mgbe nine.
20 Nka bu ugwọ ndi nemedidem *ganata* n'aka Jehofa,
Na ndi nekwu ajọ okwu medide nkpulu-obim.
21 Ma Nginwa mesobem, Ngi Jehofa *bú* Dinwenum, maka ifi afa-I:
Makana afọ-ọma-I di nma, zọputam,
22 Makana munwa bu onye ebudalu ebuda na ọgbenya,
Emetalu obim ọnya nimem.
23 Anabagom ka onyinyo ma oso ogonogo:
Ezizipulum dika igwulube.
24 Nkpili-ukwum nama jiga jiga sitena ibu-ọnu;
Ulu-arum nwedebe abuba.
25 Munwa bulu azi ife nkpali n'ebe fa nọ:
Mgbe fa fulum, fa ferube isi-fa.
26 Nyelum aka, Jehofa Cuku nkem;
Zọputam ka afọ-ọma-I si di:
27 Ka fa wemalu na nka bu aka-I;
Na Nginwa, Jehofa, emego ya.
28 Ka fa nakpọ iyi, *ma* Nginwa gozie:

Digitized by Google

Mgbe fa binili, ifele geme fa, ma odibo-I gaṅuli.
29 Me ka ewelu nneni yikpo ndi nemedidem,
Ka fa welu ifele onwefa gbodo onwefa dika akwa-ogbugbo.
30 Agameji ọnum kene Jehofa nuku ekene;
Eye, agameto Ya n'etiti igwe *madu.*
31 Makana Ọgakwu n'aka-nni ọgbenya,
Izọputa ya n'aka ndi nekpe nkpulu-obi-ya ikpe.

110

Abu-ọma Defid.

1 Jehofa gwalu Dinwenum, si: Nọdu ani n'aka-nnim,
Genye mgbe Mgeji me ndi-ilo-I odide izọkwasi ukwu-I.
2 Jehofa gesi na Zaion setipu ọkpọsi nke ike-Ya:
Ciba n'etiti ndi-ilo-I.
3 Ndi nke I bu àjà afọ-ofufo n'ubọsi usu-ndi-agha-I:
Ke ekike di nsọ, sitena afọ nke ututu,
Inwelu igiligi nke ibu-n'isi-I.
4 Jehofa aṅugo iyi, Omelogha uce-Ya,
Nginwa bu onye ncu-aja ebe-ebe ka usolo Melkizedek si di.
5 Dinwenu-ayi Nke *nọ* n'aka-nni-i
Getiwa nime ndi-eze n'ubọsi iwe-Ya.
6 Ọgekpe ikpe n'etiti mba-ga,
Ọgeme ka ozu ju *ebe nine;*
Ogetiwara isi nime imelime ani.
7 Ọgala mili iyi n'uzọ:
Maka ya ka Ogeji buni isi enu.

Digitized by Google

111 1 Tobenu Ja.
Agameji obim nine wekene Jehofa,
Nime izu nke ndi kwu ọto, na ime ìgwè *ndi nke Cuku.*
2 Ọlu nke Jehofa bu-ga nuku *ọlu,*
Ndi nine fa nasọ usọ nacọputa fa.
3 Olu-Ya bu nsọpulu na ebube:
Ezi omume-Ya nakwu ọkpu.
4 Ọmego ka eceta ọlu iti-nkpu Ya-ga:
Jehofa di amala juputa azi n'ebele.
5 Ọnyego ndi natulu Ya egwu ife olili:
Ọganeceta àgbà-Ya mgbe nca.
6 Ogosigo ndi-Ya ike nke ọlu-Ya-ga,
N'inye fa ùkwù nke mba-ga.
7 Ọlu nke aka-Ya bu-ga ezi-okwu na ikpe *kwu ọtọ;*
Ife nine Ọtọlu àtọ kwesili ncekwube.
8 Akwadogo fa ebe-ebe ebe-ebe,
Emego fa n'ezi-okwu na ikwu-ọtọ.
9 Ozigagolu ndi-Ya ngbaputa;
Otigolu àgbà-Ya iwu ebe-ebe:
Afa-Ya di nsọ di azi itulu egwu.
10 Egwù Jehofa bu nbido amamife;
Ndi nine neme fa nwelu ezi nghọta:
Otuto-Ya nakwu ọkpu.

112 1 Tobenu Ja.
Aṅuli dili madu nke natulu Jehofa egwu,
Onye ife Oti-ga-lu n'iwu nasọ usọ agadaga.
2 Nkpulu-ya gabu ndi-odogu n'uwa:
Agagọzi ndudugandu ndi kwu ọtọ.
3 Ọkù na àkù di-ga be-ya:
Ezi omume-ya nakwu ọkpu.

Digitized by Google

4 Ìfè nesi nime ọcici awaputa n'ebe onye kwu
ọtọ nọ:
Ọdi amala, juputa azi n'ebele, bulu azi onye
ezi omume.
5 Ọdili onye neme afọ-ọma nezinye madu ife
nmá;
Ọgekpegbu n'ikpe.
6 Makana ameropunata ya ebe-ebe;
Aganeceta onye ezi omume ebe-ebe.
7 Ọmatu egwu ajọ ife ọnuna:
Obi-ya kwusili ike, necekwube Jehofa.
8 Akwadogo obi-ya, ọmatu egwu,
Genye mgbe ogeji fuzu *izuzu-Ya* n'aru ndi
namanye ya.
9 Ọmego ọgọ, ọnyego ndi nkpa ife;
Ezi omume-ya nakwu ọkpu:
Ageji otuto buni mpi-ya.
10 Ajọ madu gafu ya, ogewuta ya;
Ọgata ikekele-eze, gbaze:
Ọcicọ ndi ajọ madu gana n'iyi.

113 1 Tobenu Ja.
Tobenu *Ya*, unu bú ndi-odibo Jehofa,
Tobenu afa Jehofa.
2 Ngọzi dili afa Jehofa
Site ka-ọdi-nwọ wegaba ebe-ebe.
3 Sitena ọwuwa-anwu genyena ọdida-ya
Ka ọkwesili ka eto afa Jehofa.
4 Jehofa di enu kalia mba nine,
Otuto-Ya ka enu-igwe-ga enu.
5 Kedu onye yili Jehofa Cuku-ayi,
Onye nwelu ukpo-Ya n'enu,
6 Onye wedatalu Onweya inene
Ife di-ga n'enu-igwe na uwa anya?

Digitized by Google

7 Onesi n'etum ekunita onye nenweroọ ike,
Nesi n'ikpo-ntu ebuni ọgbenya enu;
8 Ka Ọweme ka ọnọnyelu ndicie,
Nke afu bu inọnyelu ndicie nke ndi-ya.
9 Ọneme ka àgà nwe ezi-na-unọ,
Ka ọbulu nne umu-aka n'aṅuli.
Tobenu Ja.

114 1 Mgbe Israel ji si n'ani Ijipt puta,
Unọ Jekob si na ndi nasu asusu di ice puta;
2 Juda bulu ebe-nsọ-Ya,
Israel bulu ebe Ọnaci.
3 Orimili nnu fulu *ya*, gbaba ọsọ;
Acucighalu Jọdan azu.
4 Ugwu nawu-ga ikpọtọ dika umu-ebunu,
Ngongo-ga dika umu atulu.
5 Gini neme i, ngi orimilí nnu, nke inagbalu ọsọ?
Ngi Jọdan, nke inericigha azu?
6 Unu ugwu-ga, nke unu nawu ikpọtọ dika umu-ebunu;
Unu ngongo-ga, dika umu atulu?
7 Maba aru nni, ngi uwa, n'iru Dinwenu-ayi,
N'iru Cuku nke Jekob;
8 Nke melu ka nkpuma ghọru ọdọ mili,
Me azi ka ọmu ghọru isi-iyi.

115 1 Ọburọ ayi, Jehofa, ọburọ ayi,
Ma ọbu afa-I ka Igenye otuto,
Maka ifi afọ-ọma-I, na maka ifi ezi-okwu-I.
2 Gini kpatalu mba ji asi-ga,
Ebe ka Cuku-fa nọ kita?
3 Ma Cuku-ayi nọ nime enu-igwe-ga:

Google

Ọmego ife sọlu Ya.
4 Alusi-fa bu-ga ọna-ọca na ọna-edo,
Ọlu aka madu.
5 Fa nwelu ọnu, ma fa adekwu okwu;
Fa nwelu anya, ma fa adafu uzọ;
6 Fa nwelu nti, ma fa adanu ife;
Fa nwelu imi, ma fa adamata ísì ọbuna;
7 Fa nwelu aka, ma fa adadatu ife ọbuna;
Fa nwelu ukwu, ma fa adeje ije;
Nke fa neji akpili-fa ekwu okwu.
8 Ndi kpulu fa gadi ka fa;
Eye, onye ọbuna nke cekwubelu fa.
9 Israel, cekwube Jehofa:
Yanwa bu inye-aka-fa na ọta-fa.
10 Unu unọ Eron, cekwubenu Jehofa:
Yanwa bu inye-aka-fa na ọta-fa.
11 Unu ndi natulu Jehofa egwu, cekwubenu Jehofa:
Yanwa bu inye-aka-fa na ọta-fa.
12 Jehofa ecetago ayi; Ọgagọzi *ayi:*
Ọgagọzi unọ Israel;
Ọgagọzi unọ Eron.
13 Ọgagọzi ndi natulu Jehofa egwu,
Ka ọbele ka nuku.
14 Ka Jehofa me ka unu nabawanyelili,
Ununwa na umu-unu.
15 Ngọzi si n'aka Jehofa nadili ununwa,
Onye kelu enu-igwe na uwa.
16 Enu-igwe bu-ga enu-igwe nke Jehofa;
Ma Ọwelugo uwa nye umu madu.
17 Ndi nwulu anwu adeto Ja,
Nke onye ọbuna nke nagbada nime ebe anedelu du geto I;
Ma ayinwa gagọzi Ja

Digitized by Google

Site ka-ọdi-nwọ wegaba ebe-ebe.
Tobenu Ja.

116 1 Anamafu Jehofa n'anya, makana Ọnugo
Onum na ayiyọm-ga.
2 Makana Ọtọgo nti-Ya n'ebe mnọ,
Nya ka mgeji kpọ*kudide Ya* ka mgadita ndu be.
3 Udọ-ga nke ọnwu dirubelum okilikili,
Ife-olilo nke Ṣeol jisilim ike:
Ekwudolum afufu na uru.
4 Mgbe afu akpọkulum afa Jehofa;
Jehofa, ayọm Ī, me ka nkpulu-obim gbapu.
5 Jehofa di amala, bulu azi Onye ezi omume;
Eye, Cuku-ayi di ebele.
6 Jehofa nedebe ndi nenwerọ uce:
Ebudalum n'ani, Ọwezọputam.
7 Cigha n'ebe-izulu-ike-i, ngi nkpulu-obim;
Makana Jehofa emegolu i agadaga ọgọ.
8 Makana idọputago nkpulu-obim n'ọnwu,
Na anyam n'anya-mili,
Na ukwum-ga n'ida ada.
9 Agamakpaghali n'iru Jehofa
N'ani ndi di ndu.
10 Ekwelum, makana munwa gekwu okwu:
Ebudalum agadaga:
11 Munwa ji aru ọmajiji wekwue,
Madu nine busi ndi-asi.
12 Gini ka mgenyecigha Jehofa
Maka ọgọ-Ya nine n'ebe mnọ?
13 Agamebulu iko nke nzọputa,
Nakpọku afa Jehofa.
14 Agamakwu Jehofa nkwa di-ga nsọ mkwelu

Eye, n'iru ndi-Ya nine
Ọbu ife oke ọnu n'anya Jehofa
Bú ọnwu nke ndi-afọ-ọma-Ya.
16 Jehofa, munwa bu odibo-I ezie:
Munwa bu odibo-I, nwa-nwoke nke odibo-nwayi-I;
Itọpugo agbum-ga.
17 Agamacunye I aja nke bu ekene,
Agamakpọku azi afa Jehofa.
18 Agamakwu Jehofa nkwa di-ga nsọ mkwelu,
Eye, n'iru ndi-Ya nine:
19 N'ogige-ga nke unọ Jehofa,
N'etiti i, Jerusalem.
Tobenu Ja.

117 1 Tobenu Jehofa, unu mba nine;
Tobenu Ya, unu ndi nine n'uwa.
2 Makana afọ-ọma-Ya ebuka n'ebe ayi nọ;
Ezi-okwu nke Jehofa *nadidide* ebe-ebe.
Tobenu Ja.

118 1 Kenebenu Jehofa; makana Ọdi nma:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
2 Ka Israel kwue kita,
Na afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
3 Ka unọ Eron kwue kita,
Na afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
4 Ka ndi natulu Jehofa egwu kwue kita,
Na afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
5 Na nkpam akpọkulum Ja:
Ja zam *wedebem* n'ebe folu iru.
6 Jehofa nọ n'akukum; mmatu egwu:
Gini ka madu pulu imem?

Digitized by Google

7 Jehofa nọ n'akukum n'etiti ndi nenyelum aka:
Maka ya ka munwa geji fu *ife mcọlu* n'isi ndi kpọlum asi.
8 Ọka nma igbaba nime Jehofa
Kanua icekwube madu.
9 Ọka nma igbaba nime Jehofa
Kama icekwube ndicie.
10 Mba nine nọrubelum okilikili:
N'afa Jehofa agamebepusi fa.
11 Fa nọrubelum okilikili; eye, fa nọrubelum okilikili:
N'afa Jehofa agamebepusi fa.
12 Fa nọrubelum okilikili dika anwu-ọgbugba; emenyua fa dika ọku ogwu:
N'afa Jehofa agamebepusi fa.
13 Inusididelum ike ka mweda:
Ma Jehofa nyelum aka.
14 Ja bu ikem na abu-ọmam;
Ọbulugo azi nzọputam.
15 Onu abu *ngoli* na nzọputa di nime ikwu ndi ezi omume:
Aka-nni Jehofa neme ife dinkpa.
16 Ebunigo aka-nni Jehofa:
Aka-nni Jehofa neme ife dinkpa.
17 Mmanwu, ma agamadi ndu,
Weko ọlu-ga nke Ja.
18 Ja apiasigom ife ike:
Ma ọralurọkwọm nye n'ọnwu.
19 Meghelum aku-uzọ-ga nke ezi omume:
Agamaba nime fa, agamekene Ja.
20 Nka bu aku-uzọ Jehofa;
Ndi ezi omume gaba nime ya.
21 Agamekene I, makana Izagom,

Digitized by Google

Ibulugo azi nzọputam.
22 Nkpuma afu nke ndi nalu unọ julu aju
Abulugo isi *nkpuma* nke nkuku-unọ.
23 Nka si n'aka Jehofa puta;
Ọbu ife iti-nkpu n'anya-ayi.
24 Nka bu ubọsi Jehofa megolu;
Ayi gegoli ṅulia azi nime ya.
25 Zọputa kita, ayi nayọ I, Jehofa:
Jehofa, ayi nayọ I, zita ọdi-nma kita.
26 Ngọzi dili onye biana n'afa Jehofa:
Ayi esigo n'unọ Jehofa wegọzie unu.
27 Jehofa bu Cuku, Ọnyego azi ayi ìfè:
Cili udọ nibe ife àjà, *nke afu bu inibe ya* na mpi-ga nke ebe-icu-aja.
28 Nginwa bu Cuku ụkem, agamekene I:
Nginwa bu Cuku nkem, agamebuni I.
29 Kenenu Jehofa; makana Ọdi nma:
Makana ebele-Ya *nadidide* ebe-ebe.

119

ℵ

1 Aṅuli nadili ndi zulu oke n'uzọ *Jehofa*,
Ndi nakpaghali nime iwu Jehofa.
2 Aṅuli nadili ndi necebe ife-ama-Ya-ga,
Ndi ji obi nine acọ Ya.
3 Eye, fa ademe ajọ omume ọbuna;
Fa nakpaghali n'uzọ-Ya-ga.
4 Nginwa etig*olu ayi* iwu ife Itọlu atọ,
Ka ayi debe fa ọfuma ọfuma.
5 Buluzidu na uzọm kwusili ike
Idebe ukpulu-I-ga!
6 Mgbe afu mmeme ifele,
Mgbe mgeji do iru n'ebe ife nine Iti-ga-lu n'iwu di.
7 Agameji obi kwu ọtọ wekene I,

Digitized by Google

Mgbe mmutabalu ikpe ezi omume-I-ga.
Agamedebe ukpulu-I-ga:
Arapukwanam nca nca.

כ

Kedu ife nwata-okoloọbia geji luca ọkpu-uzọ-ya?
Sitena ikpacapu anya etu okwu-I si di.
Ewelugom obim nine wecọ I:
Ekwena ka mrapu ife Iti-ga-lu n'iwu wafue.
Ezobegom okwu-I n'obim,
Ka mweghalu ime njọ medide I.
Ngọzi *nadili* Nginwa, Jehofa:
Kuzielum ukpulu-I-ga.
Ewelugom egbugbele-ọnum wekọ
Ikpe nine nke ọnu-I.
Egoligom n'uzọ ife-ama-I-ga,
Dika agesi goli nime àkù nine.
Agamacighali ucem n'ife Itọ-ga-lu atọ,
Do azi iru n'ọkpu-uzọ-I-ga.
Ukpulu-I gasọ-gam usọ:
Mmecezọ okwu-I.

ל

Melu odibo-I agadaga ọgọ, ka mwedi ndu;
Agamesi nọfu debe okwu-I.
Sam anya, ka mwenedo
Ife di-ga iti-nkpu nime iwu-I.
Munwa bu onye nanwu ula n'uwa:
Ezobekwanalum ife Iti-ga-lu n'iwu.
Nkpulu-obim netiwa maka ọcicọ
Nke ọnacọsi ikpe-I mgbe nca ike.
Ibagolu ndi ngala abulu ọnu nba,
Ndi rapulu ife Iti-ga-lu n'iwu wafue.

Digitized by Google

22 Wepulum nkpali na nneni ;
Makana ecebegom ife-ama-I-ga.
23 Ndi-isi azi nọ ani nekwudidem :
Ma odibo-I nacighali uce-ya nime ukpulu-I-ga.
24 Ife-ama-I azi bu-ga ife nasọm usọ
Bulu *azi* ndi-alom.

ד

25 Nkpulu-obim nanyakudo n'etum :
Tunyem ndu etu okwu-I si di.
26 Akọlum uzọm-ga, Iwezam :
Kuzielum ukpulu-I-ga.
27 Mem ka mghọta uzọ ife Itọ-ga-lu atọ :
Nọfu ka mgesi nacighali ucem maka ọlu-iti-nkpu-I-ga.
28 Nkpulu-obim natusisi n'uru :
Me ka mkwusie ike dika okwu-I si di.
29 Wepulum uzọ así :
Welu amala nyem iwu-I.
30 Aralugom uzọ nke ikwesi-ncekwube :
Ikpe-I-ga ka mdebegolu *n'irum.*
31 Anyakudolum arum n'ife-ama-I-ga :
Jehofa, emekwana ka ifele mem.
32 Agamnagbaso uzọ ife Iti-ga-lu n'iwu,
Mgbe Igeji setiwanye obim.

ה

33 Jehofa, kpazielum uzọ ukpulu-I-ga ;
Na agamecebedide ya genyena isi-njedebe.
34 Nyem nghọta, na agamecebe iwu-I ;
Eye, agameji obim nine wedebe ya.
35 Mem ka mnaga n'ọkpu-uzọ ife Iti-ga-lu n'iwu ;

Digitized by Google

Makana ife afu nasọm usọ.
36 Me ka obim do iru n'ife-ama-I-ga,
Ka ọghalu ido iru n'anya-ukwu.
37 Wepu anyam n'ikili ife nelorọ elo,
Tunyem ndu n'uzọ-I-ga.
38 Me ka okwu-I kwusie ike n'ebe odibo-I nọ,
Onye *ralu onweya nye* n'itulu I egwu.
39 Wepu nkpalim nke mnatulu egwu;
Makana ikpe-I di-ga nma.
40 Ne, acọsigom ife Itọ-ga-lu atọ ike:
Tunyem ndu n'ezi omume-I.

ו

41 Jehofa, kwe ka afọ-ọma-I azi biakutem,
Ọbunadu nzọputa-I, etu okwu-I si di.
42 Nọfu ka mgesi nwe aziza iza onye nakpalim;
Makana ecekwubelum okwu-I.
43 Ewepusina okwu nke ezi-okwu n'ọnum nca nca;
Makana atugom anya n'ikpe-I-ga.
44 Nọfu ka mgesi debe iwu-I
Mgbe nine ebe-ebe ebe-ebe.
45 Agamnakpaghali n'ebe folu iru;
Makana acọgom ife Itọ-ga-lu atọ.
46 Agamekwu azi maka ife-ama-I-ga n'iru ndi-eze,
Mmeme ifele.
47 Ife Iti-ga-lu n'iwu gasọm usọ,
Nke mfugolu n'anya.
48 Agamacini azi akam enu n'ebe ife Iti-ga-lu n'iwu di, nke mfugolu n'anya;
Agamacigha azi ucem nime ukpulu-I-ga.

ז

49 Ceta okwu afu n'ebe odibo-I nọ,

Digitized by Google

Makana Imegom ka mtuba anya.
50 Nka bu ntasi-obim nime nbudam :
Makana okwu-I atunyegom ndu.
51 Ndi ngala melum ajọ akaje :
Ma esirọm n'iwu-I fie uzọ.
52 Ecetagom ikpe-I-ga nke gbo, Jehofa,
Wetasie onwem obi.
53 Iwe di ọku ejidegom,
Maka ifi ndi ajọ madu ndi rapulu iwu-I.
54 Ukpulu-I-ga abulugo abu-ọmam
N'unọ nke mnwulu ula.
55 Ecetagom afa-I, Jehofa, n'ucici,
Edebego-azim iwu-I.
56 Nka ka mnwegoluli,
Makana ecebelum ife Itọ-ga-lu atọ.

ת

57 Jehofa bu oke nkem :
Ekwugom na agamedebe okwu-I-ga.
58 Ejim obim nine nayọ iru-*ọma*-I :
Welu ka okwu-I si di melum ebele.
59 Elolum ilolo maka uzọm-ga,
Do azi ukwum iru n'idebe ife-ama-I-ga.
60 Emelum ngwa, anarọm azu,
Idebe ife Iti-ga-lu n'iwu.
61 Udọ-ga nke ndi ajọ madu fierubelum okilikili ;
Ma ecezọnurọm iwu-I.
62 Na ndeli agamebini ikene I
Maka ifi ikpe ezi omume-I-ga.
63 Munwa di n'otu ndi nine natulu I egwu,
Na ndi nedebe ife Itọ-ga-lu atọ.
64 Jehofa, uwa juputalu n'afọ-ọma-I :
Kuzielum ukpulu-I-ga.

Digitized by Google

ט

65 Imegolu odibo-i ọfuma,
Etu okwu-I si di, Jehofa.
66 Kuzielum ezi ikpe na amamife;
Makana ekwelugom n'ife Iti-ga-lu n'iwu.
67 Tupu ebudam munwa kpafululi akpafu;
Ma kita anamedebe okwu-I.
68 Nginwa di nma, neme azi nma;
Kuzielum ukpulu-I-ga.
69 Ndi ngala apikwago asi medidem:
Munwa geji obim nine wecebe ife Itọ-ga-lu atọ.
70 Obi-fa bu sọ abuba;
Ma iwu-I nasọ munwa usọ.
71 Ọdi nma na ebudagom;
Ka mwemuta ukpulu-I-ga.
72 Iwu nke si I n'ọnu puta kam nma
Kama nnu kwulu nnu ọna-edo na ọna-ọca.

י

73 Aka-I emegom me azi ka mkwusie ike:
Nyem nghọta, ka mwemuta ife Iti-ga-lu n'iwu.
74 Ndi natulu I egwu gafum ṅulia azi aṅuli;
Makana atugom anya-I.
75 Jehofa, amalum na ikpe-I bu-ga ikpe ezi omume,
Ibudago-azim nime ikwesi-ncekwube.
76 Ayọm I, kwe ka afọ-ọma-I bulu ntasi-obim,
Dika okwu Igwalu odibo-I si di.
77 Kwe ka ebele-I-ga biakutem, ka mwedi ndu:
Makana iwu-I bu ife nasọm usọ.
78 Ka ifele me ndi ngala; makana fa ewelugo así kwatuem:

Digitized by Google

Ma agamnacighali uce n'ife Itọ-ga-lu.
79 Ka ndi natulu I egwu dom iru,
Fa gama ife-ama-I-ga.
80 Kwe ka obim zue oke n'ukpulu-I-ga;
Ka ifele ghalu imem.

ב

81 Ufu nekpu nkpulu-obim maka nzọputa-I:
Ma anamatu anya okwu-I.
82 Anyam adasia ugbò maka okwu-I,
N'ebe mnasi, Kedu mgbe Igeji tasim obi?
83 Makana adim ka kalama akpukpọ akwubalu n'anwulu;
Ma adamecezọ ukpulu-I-ga.
84 Kedu ka ubọsi nke odibo-I ra?
Kedu mgbe Igeji me ndi nacum ife Ikpelu n'ikpe?
85 Ndi ngala egwugolum onunu,
Ndi nadejeso iwu-I.
86 Ife nine Iti-ga-lu n'iwu kwesili ncekwube:
Fa ji okwu-asi acum; nyelum aka.
87 Ọfọdulu nwantiti ka fa kpocapum n'uwa;
Ma munwa arapurọ ife Itọ-ga-lu atọ.
88 Tunyem ndu ka afọ-ọma-I si di;
Nọfu ka mgesi debe ife ama nke ọnu-I.

ג

89 Jehofa, ebe-ebe,
Ka okwu-I tadolu n'enu-igwe.
90 Ikwesi-ncekwube-I *nadidide* genyena ndudugandu nine:
Imego ka uwa kwusie ike, ọwekwulili.
91 Fa nakwulili tata etu ikpe-I si di-ga;
Makana ife nine bu odibo-I.
92 Asina iwu-I anaburọ ife nasọm,

Digitized by Google

Akamanagoli n'iyi nime nbuda.
93 Mmecezọnata ife Itọ-ga-lu atọ;
Makana Iwelugo fa wetunyem ndu.
94 Munwa bu nke I, zọputam;
Makana acọgom ife Itọ-ga-lu atọ.
95 Ndi ajọ madu egelugom igbum;
Ma agamnacigha uce u'ife-ama-I ga.
96 Afugom isi-njedebe nke izu-oke nine;
Ma ife Itili n'iwu ebosaka agadaga.

ם

97 Nekene ka msi fu iwu-I n'anya!
Nke afu bu ife mnacigha n'ucem ogonogo ubọsi nine.
98 Ife Iti-ga-lu n'iwu melum ka mnwe amamife kalia ndi-ilom;
Makana fa nanọnyelum ebe-ebe.
99 Anamaghọtakali ndi-nkuzim n'ife;
Makana ife-ama-I bu-ga ife mnacighalu n'obim.
100 Anamaghọtakali ndi-ikenye n'ife,
Makana ecebegom ife Itọ-ga-lu.
101 Edebegom ukwum ka fa ghalu iba n'ajọ ọkpu-uzọ ọbuna,
Ka mwedebe okwu-I.
102 Erughalirọm pua n'ikpe-I-ga;
Makana Nginwa akpazigolum.
103 Nekene ka okwu-I si sọka usọ n'ilem!
E, ọsọkalili manu anwu n'ọnum!
104 Sitena ife Itọ-ga-lu ka mji aghọta ife:
Ya kpatalu na akpọlum ọkpu-uzọ así ọbuna asì.

נ

105 Okwu-I bu ọku-ukpe n'ukwum,

Digitized by Google

Bulu azi ìfè n'ọkpu-uzọm.
106 Aṅugom iyi, me azi ka ọkwusie ike,
Na agamedebe ikpe ezi omume I-ga.
107 Ebudagom agadaga:
Jehofa, tunyem ndu ka okwu-I si di.
108 Ayọm I, Jehofa, ka fa sọ I, bú àjà nke afọ-ofufo nke sim n'ọnu puta,
Kuzielum ikpe-I-ga.
109 Nkpulu-obim di n'akam mgbe nine;
Ma ecezọrọm iwu-I.
110 Ndi ajọ madu gbalum ọnya;
Ma arapunurọm ife Itọ-ga-lu kpafue.
111 Ife-ama-I ka mwelugolu ka fa bulu ùkwù ebe-ebe;
Makana fanwa bu ife ngoli nke obim.
112 Emegom ka obim do iru nime ukpulu-I-ga,
Ebe-ebe, genyena isi-njedebe.

ɒ

113 Akpọlum ndi nwelu uce nabọ asì;
Ma iwu-I ka mfulu n'anya.
114 Nginwa bu ebe-nzuzom na ọtam:
Anamatu anya okwu-I.
115 Pualumnu, unu ndi neme ajọ ife;
Ka mwecebe ife Cuku nkem ti-ga-lu n'iwu.
116 Kwadom ka okwu-I si di, ka mwedi ndu;
Ka ifele ghalu imem maka itu-anyam.
117 Kwadom, na agazọputam,
Agamedo azi iru n'ukpulu-I-ga mgbe nine.
118 Imugo ndi nine jefielu n'ukpulu-I-ga amu;
Makana aghughọ-fa bu okwu asi.
119 Ineme ka ndi ajọ madu nine nke uwa didebe ndu dika inyi:
Maka ya ka mji fu ife-ama-I-ga n'anya.

120 Aru nama arum nni maka egwu-I;
Ikpe-I neme-ga ka mnatu egwu.

ɔ

121 Ekpegom ikpe me azi ezi omume:
Aralukwanam nye ndi nakpagbum.
122 Nalu nbe odibo-I maka ife di nma:
Ekwena ka ndi ngala kpagbuem.
123 Anyam adasia ugbò maka nzọputa-I,
Na maka okwu ezi omume-I.
124 Meso odibo-I ka afọ-ọma-I si di,
Kuzie-azi-lim ukpulu-I-ga.
125 Munwa bu odibo-I, nyem nghọta;
Ka mwemalu ife-ama-I-ga.
126 Olugolu Jehofa ọge ilu ọlu;
Makana fa emego ka iwu-I bulu ife ufolo.
127 Maka ya ka mji fu ife Iti-ga-lu n'iwu n'anya
Kalia ọna-edo, eye, kalia ọmalica ọna-edo.
128 Nya kpatalu na elolum na ife nine Itọ-ga-lu
maka *ife* nine kwu ọtọ;
Akpọ-*azi*-lim ọkpu-uzọ así ọbuna asì.

ɔ

129 Ife-ama-I di-ga iti-nkpu:
Nya kpatalu na nkpulu-obim necebe fa.
130 Ikpughe okwu-I nenye ìfè;
Ọnenye onye nenwerọ uce nghọta.
131 Asagbapulum ọnum, natulu ndu;
Makana anamacọsi ife Iti-ga-lu n'iwu ike.
132 Dom iru, me-azi-lim ebele,
Ka Isi eme ndi fulu afa-I n'anya.
133 Me ka ije-ukwum kwusie ike n'okwu-I;
Ekwena ka ajọ ọlu ọbuna nacim.
134 Gbaputam na nkpagbu nke madu;

Digitized by Google

Nọfu ka mgesi debe ife Itọ-ga-lu atọ.
135 Me ka iru-I mukwasi odibo-I;
Kuzie-azi-lim ukpulu-I-ga.
136 Mili orimili si n'anyam eruda,
Makana fa adedebe iwu-I.

ס

137 Jehofa, Nginwa bu onye ezi omume,
Ikpe-I azi kwu-ga ọtọ.
138 Itigolu ife-ama-I-ga iwu n'ezi omume
Na ikwesi ezi ncekwube.
139 Ekwolom ebepugom,
Makana ndi namanyem ecezọgo okwu-I-ga.
140 Anucalu okwu-I ezigbo;
Nya kpatalu na odibo-I nafu ya n'anya.
141 Munwa di ọbele enenia-azim:
Ma ecezọrọm ife Itọ-ga-lu atọ.
142 Ezi omume-I bu ezi omume ebe-ebe,
Iwu-I bulu azi ezi-okwu.
143 Afufu na nkpa ekwudogom:
Ma ife Iti-ga-lu n'iwu bu ife nasọm usọ.
144 Ife-ama-I bu-ga ezi omume ebe-ebe:
Nyem nghọta, na agamadi ndu.

ק

145 Ewelugom obim nine wekpọ nkpu; Jehofa, zam:
Agamecebe ukpulu-I-ga.
146 Akpọkugom I; zọputam,
Agamedebe ife-ama-I-ga.
147 Ebum ci-ofufo uzọ *bini*, wekpọba nkpu:
Atulum anya okwu-I-ga.
148 Amum anya na nce ucici nine,
Ka mwenacighali ucem n'okwu-I.
149 Nulu onum ka afọ-ọma-I si di:

Digitized by Google

Jehofa, tunyem ndu, ka ikpe-I si di-ga.
150 Fa nakpudebe nso bu ndi nejeso ajọ izuzu;
Fa rapulu iwu-I ganọdu n'ọte-aka.
151 Nginwa nọ nso, Jehofa;
Ife nine Iti-ga-lu n'iwu bu ezi-okwu.
152 Site gboli ka mmalu n'ife-ama-I-ga,
Na Itọgo fa ebe-ebe.

ר

153 Nekwasi nbudam, zọputam;
Makana ecezọrọm iwu-I.
154 Kwuelum okwum, gbaputa-azim:
Tunyem ndu ka okwu-I si di.
155 Nzọputa ditelu aka n'ebe ndi ajọ madu nọ;
Makana fa adacọ ukpulu-I-ga.
156 Jehofa, ebele-I ebuka-ga:
Tunyem ndu ka ikpe-I si di-ga.
157 Ndi nacum na ndi namanyem rili nne;
Ma esirọm n'ife-ama-I-ga fie uzọ.
158 Afulum ndi nalafu nlafu, mwetua*lu fa* izè;
Makana fa adedebe okwu-I.
159 Nene ka msi fu ife Itọ-ga-lu n'anya:
Jehofa, tunyem ndu ka afọ-ọma-I si di.
160 Ọnu-ọgu nke okwu-I bu ezi-okwu;
Ikpe ezi omume I ọbuna *nadidide* ebe-ebe.

ש

161 Ndi-isi acubagom n'ebe mnemerọ ife ọbuna;
Ma obim natulu okwu-I egwu agadaga.
162 Munwa negoli n'okwu-I,
Dika onye kwudolu nuku ife anutalu n'agha.
163 Akpọlum así asì ju azi ya aju;
Ma iwu-I ka mfulu n'anya.
164 Ugbolo isa n'ubọsi ka mji eto I,

Digitized by Google

Maka ifi ikpe ezi omume I-ga.
165 Ndi fulu iwu-I n'anya nwelu nuku ndokwa;
Fa enwerọ ife ọbuna gakpata fa isọ ngọngọ.
166 Jehofa, atugom anya nzọputa-I,
Emego-azim ife Iti-ga-lu n'iwu.
167 Nkpulu-obim edebego ife-ama-I-ga;
Afu-azi-lim fa n'anya agadaga.
168 Edebegom ife Itọ-ga-lu na ife-ama-I-ga;
Makana uzọm nine di n'iru I.

ת

169 Jehofa, ka abum kpudebe nso n'iru-I:
Nyem nghọta ka okwu-I si di.
170 Ka ayiyọm bia n'iru I:
Zọputam ka okwu-I si di.
171 Ka egbugbele-ọnum-ga kwuwa otuto;
Makana Inakuzilim ukpulu-I-ga.
172 Ka ilem nabu abù maka okwu-I;
Makana ife nine Iti-ga-lu n'iwu bu ezi omume.
173 Ka aka-I kwadebe inyelum aka;
Makana arọlugom ife Itọ-ga-lu atọ.
174 Jehofa, acọsigom nzọputa-I ike;
Iwu-I bu ife nasọm usọ.
175 Kwe ka nkpulu-obim di ndu, na ogeto I;
Kwe ka ikpe-I-ga nyelum aka.
176 Akpafugom dika atulu fulu efu; cọba odibo-I;
Makana adamecezọ ife Iti-ga-lu n'iwu.

120

Abù Nrọgo-ga.

1 Na nkpam akpọkulum Jehofa,
Ọwezam.
2 Naputa nkpulu-obim, Jehofa, n'aka egbugbe-
le-ọnu así,
Na ile aghughọ.

Digitized by Google

3 Gini ka agenye I, gini ka agemekwasili I,
Ile aghugbọ ?
4 Ufele nwe-ga-lu ọnu nke odogu,
Nyelu iceku-ọku nke brum.
5 Afufu dilim, na anwulum ula na Miṣek,
Na ebim n'etiti ikwu-ga nke Kida !
6 Ọtegoli aka nkpulu-obim binyelu
Onye nke kpọlu ndokwa asị.
7 Munwa nọlu ndokwa :
Ma mgbe mkwulu okwu, fanwa abulu maka agha.

121

Abù Nrọgo-ga.

1 Agameweni anyam n'enu-ugwu-ga :
N'ebe ka inye-akam gesi bia ?
2 Inye-akam nesi n'aka Jehofa *abia*,
Nke melu enu-igwe na uwa.

3 Ọmekwe ka eropu ukwu-i :
Ula amatu Onye nedebe i.
4 Ne, Onye nedebe Israel
Ula amatu Ya nke Ọnalaru ula.
5 Jehofa bu Onye nedebe i :
Jehofa bu ndo-i n'aka-nni-i.
6 Anya-anwu amamagbu i n'efifie,
Nke ọnwa namagbu i n'ucici.
7 Jehofa gedebe i kaajọife nine ghalu imetu iaka;
Ọgedebe nkpulu-obi-i aka ;
8 Jehofa gedebe ipu-ilo-i na ibata-n'unọ-i,
Site ka-ọdi-nwọ wegaba ebe-ebe.

122

Abu Nrọgo-ga ; nke Defid.

1 Aṅulilim aṅuli mgbe fa ji sim,
Ka ayi je n'unọ Jehofa.
2 Ukwu-ayi kwusi ike

Digitized by Google

Nime ọnu-uzọ-ilo-i-ga, Jerusalem ;
3 Jerusalem, nke alulu alu
Dika obodo alukọlu ọnu :
4 Ebe ebo narọgo, bú-ga ebo nke Ja,
Ka ọbulu ife-ama n'ebe Israel nọ,
Ikene afa Jehofa.
5 Makana ebe afu ka adọba-ga-lu ukpo ikpe,
Ukpo-ga nke unọ Defid.
6 Kpebenu ekpelu maka ndokwa Jerusalem :
Ndi fulu i n'anya ganọ n'aru-ofufo.
7 Ka ndokwa di nime aja-odido-i-ga,
Na aru-ofufo nime ọbí-i-ga.
8 Maka ifi umu-nnam na ndi-ọyim,
Agamekwu kita, si, Ndokwa di nime i.
9 Maka ifi unọ Jehofa Cuku-ayi
Agamacọ ọdi-nma-i.

123

Abù Nrọgo-ga.

1 Ewenilim anyam enu n'ebe I nọ,
Ngi Onye nọkwasi n'enu-igwe-ga.
2 Ne, dika anya ndi-odibo ndikom si *enekwasi*
aka dinwenu-fa,
Dika anya odibo-nwayi si *enekwasi* aka nne
nwe ya ;
Nọfu ka anya-ayi si *enekwasi* Jehofa Cuku-
ayi,
Genye mgbe Ogeji melu ayi ebele.
3 Melu ayi ebele, Jehofa, melu ayi ebele :
Makana ayi juputalu na nneni.
4 Nkpulu-obi-ayi juputalu
Na agadaga ife akaje nke ndi nọ n'aru-ofufu,
Ya na nneni nke ndi ngala.

Digitized by Google

124

Abù Nrọgo-ga ; nke Defid.

1 Asina ọburọ Jehofa Onye nọ n'akuku-ayi,
Ka Israel kwue kita, si ;
2 Asina ọburọ Jehofa Onye nọ n'akuku-ayi,
Mgbe madu ji binie imedide ayi :
3 Mgbe afu fa agenogo ayi-li na ndu,
Mgbe iwe-fa ji nwulu ọku n'aru-ayi :
4 Mgbe afu mili-ga akelikpu ayi,
Mili-iyi erufegago na nkpulu-obi-ayi :
5 Mgbe afu mili di-ga ngala erufegago na nkpulu-obi-ayi.
6 Ngọzi dili Jehofa,
Onye newelurọ ayi nye ka anu ndọli n'ézé-fa.
7 Nkpulu-obi-ayi agbaputago dika nnunu *gbaputalu* n'ọnyà ndi-nta :
Ọnyà afu kpajili akpaji, ayi wegbapu.
8 Inye-aka-ayi di n'afa Jehofa,
Onye melu enu-igwe na uwa.

125

Abù Nrọgo-ga.

1 Ndi cekwubelu Jehofa
Di ka ugwu Zaion, *nke* anapurọ iropu eropu,
ma ọnadidide ebe-ebe.
2 Dika ugwu si dirube-ga Jerusalem okilikili,
Ọbu nọfu ka Jehofa si nọrube ndi-Ya okilikili,
Site ka-ọdi-nwọ wegaba ebe-ebe.
3 Makana ọgbanci nke ajọ ife amadakwasi n'òkè ndi ezi omume ;
Ka ndi ezi omume weghalu isetipu aka-fa n'ajọ omume.
4 Jehofa, melu ndi di nmá nmá,

Digitized by Google

Na ndi kwu ọtọ n'obi-fa.
5 Ma etu ndi rughalili ba n'uzọ ngiligọ fa-ga,
Jehofa gedupu fa na ndi nalu ajọ ọlu.
Ka ndokwa di n'isi Israel.

126

Abu Nrọgo-ga.

1 Mgbe Jehofa ji kpọcigha ndi cighalu na Zaion,
Ayi di ka ndi nalọ nlọ.
2 Mgbe afu ámú ju ayi ọnu,
Ibu abu ngoli ju azi ile-ayi:
Mgbe afu fa kwue n'etiti mba-ga, si,
Jehofa emegolu fa nuku ife.
3 Jehofa emegolu ayi nuku ife;
Ayi nañuli añuli.
4 Jehofa, kpọcigha ndi-be-ayi adọlu n'agha,
Dika mili-iyi di-ga n'Adagbe.
5 Ndi ji anya-mili agha *nkpulu* geji abu ngoli we nni.
6 Ọbu ezie na ọnaga n'uzọ-ya bulu nwantinti nkpulu, nakwa ákwá;
Ogeji abù ngoli cigha ọzọ, nebunata agho-ya-ga.

127

Abu Nrọgo-ga; nke Sọlọmon.

1 Belu sọ ma Jehofa lulu unọ,
Ndi nalu ya nadọ àkànyà na nkiti:
Belu sọ ma Jehofa debelu obodo,
Onye nece nce namu anya na nkiti.
2 Ọbulu unu ife nkiti na unu binili n'uzọ ututu, unu ghalu azi inaba gbo,
Welie nni àkànyà:
Makana nọfu ka Osi enye onye Ọfulu n'anya ula.

Digitized by Google

3 Ne, na umu bu ùkwù nesi n'aka Jehofa abia:
Nkpulu nke afọ bu *azi* ife-ine-ọlu-*Ya*.
4 Dika ufele si adi-ga n'aka odogu,
Ọbu nọfu ka umu amulu ka ebu n'isi di.
5 Añuli *nadili* nwoke afu onye ife-ikponye-ufele-ya juputalu na fa:
Ifele ameme fa,
Mgbe fa na ndi-ilo-fa nekwu okwu n'ọnu-uzọ-ilo.

128

Abu Nrọgo-ga.

1 Añuli *nadili* onye ọbuna natulu Jehofa egwu,
Onye neje n'uzọ-Ya-ga.
2 Makana igeli ife iji aka-i dọta n'àkànyà:
Añuli gadili i, ọgadili i nma.
3 Nwunye-i gadi ka fain mili imelime nkpulu, n'imelìmè akuku unọ-i;
Umu-i *gadi* ka osisi ọlif, n'okilikili tebel-i.
4 Ne, na nọnwọ ka agesi gọzi nwoke afu
Onye natulu Jehofa egwu.
5 Jehofa gesi na Zaion gọzi i:
Igafu azi ọdi-nma Jerusalem ubọsi ndu-i nine.
6 Eye, igafu umu umu-i.
Ka ndokwa di n'isi Israel.

129

Abu Nrọgo-ga.

1 Fa amanyegom ugbolo ugbolo site ka mdi na nwata werọgobe,
Ka Israel kwue kita;
2 Fa akpagbugom ugbolo ugbolo site ka mdi na nwata werọgobe:
Ma fa emelirọm.
3 Ndi ji ife ọlu abọni ani nabọni n'enu azum;
Fa melu ka ebe fa bọnili abọni di ogonogo.

4 Jehofa bu Onye ezi omume:
Ọbetọpugo udọ-ga nke ndi ajọ madu.
5 Me ka ifele me fa ka acucigha fa azu,
Bú ndi nine kpọlu Zaion asì.
6 Me ka fa di ka afifia *pulu* n'enu unọ,
Nke nakpọnwu tupu osoputa:
7 Nke onye newe nni nejirọ ekpoju aka-ya,
Nke onye nke nefie agho-ya-ga neji ya akpoju obi-ya.
8 Nke ndi naga nso ya nasi,
Ka ngọzi Jehofa dakwasi unu;
Ayi agọzie unu n'afa Jehofa.

130

Abu Nrọgo-ga.

1 Nime ogbu mili ka msi kpọku I, Jehofa.
2 Dinwenum, nulu onum:
Ka Iṅa nti
N'onu ayiyọm-ga.
3 Ọbuluna ngi, Ja, nariba ajọ omume-ga ama,
Dinwenum, kedu onye pulu ikwulunu?
4 Ma ngbaghalu di n'ebe Inọ,
Ka ewenatulu I egwu.
5 Anamege Jehofa, nkpulu-obim nege,
Okwu-Ya azi ka mnatu anya.
6 Nkpulu-obim *natu anya* Dinwenum,
Kalia ka ndi nce *si atu anya* ututu;
Eye, kalia ka ndi nce si atu anya ututu.
7 Ngi Israel, natu anya Jehofa;
Makana ebe Jehofa nọ ka afọ-ọma di,
N'ebe Ọnọ azi ka ngbaputa nyili anyi.
8 Yanwa gagbaputa azi Israel
N'aka ajọ omume-ya nine.

Digitized by Google

131

Abù Nrọgo-ga; nke Defid.

1 Jehofa, obim adapako npako, nke mnebuni irum;
Nke mnakpaghali na nuku ife-ga,
Maọbu n'ife dikalilim ntulu.
2 N'ezi-okwu agugugom nkpulu-obim me azi ka ọdelu du;
Dika nwa emelu ka ọra ala *si edelu du ma* ọnọnyelu nne-ya,
Nkpulu-obim nọnyelum dika nwa emelu ka ọra ala.
3 Ngi Israel, natu anya Jehofa
Site ka-ọdi-nwọ wegaba ebe-ebe.

132

Abù Nrọgo-ga.

1 Jehofa, ceta Defid
Nbuda nine anebuda ya;
2 Ka osi ṅulu Jehofa iyi,
Kwelu Onye di ike nke Jekob nkwa di nsọ:
3 N'ezi-okwu mmabata n'ikwu nke unọm,
Nke mgaligo n'enu àkwà-edinam;
4 Mmekwe ka anyam laru ula,
Nke mbubolo-anyam gatu olu ula;
5 Genye mgbe mgeji cọputalu Jehofa ofu ebe,
Ebe obibi maka Onye di ike nke Jekob.
6 Ne, ayi nulu maka ya n'Efrata:
Ayi fulu ya n'ọfia nke bu ugboko.
7 Ayi gaba n'ebe-obibi-Ya-ga;
Ayi gesekpulu n'odide-izọkwasi-ukwu-Ya.
8 Binie, Jehofa, *ba* nime ebe-izulu-ike-I;
Nginwa, na akpati nke ike-I.
9 Me ka ewelu ezi omume yibe ndi-ncu-aja-I;
Ka ndi-afọ-ọma-I azi nabu abù ngoli ma ṅuli.

Digitized by Google

10 Maka ifi Defid odibo-I
Acupukwana iru nke onye Itelu ude.
11 Jehofa aṅugolu Defid iyi n'ezi-okwu;
Ọmarapu ya:
Nime nkpulu nke aru-i ka Mgadọkwasi n'ukpo-i.
12 Ọbuluna umu-i gedebe àgbàm
Na ife-amam nke Mgakuzili fa,
Umu-fa azi ganọkwasi n'enu ukpo-i ọkpu ọkpu.
13 Makana Jehofa aroputago Zaion;
Ọcọgo ya ka ọbulu ebe-obibi-Ya.
14 Nka bu ebe-izulu-ikem ọkpu:
Ebea ka Mgebi; makana acọgom ya.
15 Agamagọzi ife-olili-ya agadaga:
Agameji nni nyeju umu-ọgbenya-ya afọ.
16 Agameji nzọputa weyibe ndi-ncu-aja-ya azi:
Ndi-afọ-ọma-ya gabu abù ngoli si ike maka aṅuli.
17 N'ebe afu ka Mgeme ka mpi Defid waputa:
Edozigolum onye Mtelu ude ofu ọku-ukpe.
18 Agameji ifele weyibe ndi-ilo-ya:
Ma n'isi ya n'onweya ka okpu-eze-ya ganenwu.

133 *Abu Nrọgo-ga; nke Defid.*
1 Nekene, ka osi buli ife di nma na ife di asọ
Ka umu-nna nebikọ ọnu n'idi-n'ofu!
2 Ọdi ka ezi ude n'isi,
Nke neruda n'afu-ọnu,
Bú afu-ọnu Eron;
Nke neruda n'ọnu afe-ya-ga;
3 Dika igiligi Hamon,
Nke nada n'enu ugwu-ga nke Zaion:

Digitized by Google

Makana ebe afu ka Jehofa tili iwu ngọzi afu,
Nke afu bu ndu ebe-ebe.

134

Abu Nrọgo-ga.

1 Ne, gọzibenu Jehofa, unu ndi-odibo Jehofa nine.
Ndi nakwulu n'ucici n'unọ Jehofa.
2 Cinienu aka-unu enu *zokwasi* n'ebe nso,
Gọzienu Jehofa.
3 Ka Jehofa si na Zaion gọzie i;
Bú Onye kelu enu-igwe na uwa.

135

1 Tobenu Ja.
Tobenu afa Jehofa;
Tobenu *Ya*, unu ndi-odibo Jehofa:
2 Unu ndi nakwulu n'unọ Jehofa,
N'ogige-ga nke unọ Cuku-ayi.
3 Tobenu Jehofa; makana Jehofa di nma:
Bukubenu afa-Ya abu-ọma; makana ọsọlu usọ.
4 Makana Ja arọlugo Jekob ka ọbulu nke Ya,
Rọlu azi Israel ka ọbulu àkù aka-nkpa Ya.
5 Makana munwa malu na Jehofa di nuku,
Na Dinwenu-ayi kasi cuku nine.
6 Ife abuna ife sọlu Jehofa, nke afu ka Ọmegolu,
N'enu-igwe na uwa, na orimili nnu na ogbu mili nine.
7 Ọneme ka alulu si n'isi-njedebe uwa nakwugo enu;
Ọmelu àmùmà maka mili-ozuzo;
Osi n'unọ-àkù-Ya-ga eweputa ikuku.
8 Onye tigbusili umu izizi Ijipt,
Ka nke madu ka nke anumanu.

Digitized by Google

9 Ozitalu ife-arima-ga na ife-ebube-ga n'etiti
i, ngi Ijipt,
N'isi Fero, na isi ndi-odibo-ya nine.
10 Onye tigbusili imelime mba-ga,
Gbue azi ndi-eze di ike;
11 Saihon eze ndi-Amorait,
Na Ọg eze Beṣan,
Na ani-eze nine nke Kenan:
12 Welu ani-fa nye ka ọbulu ùkwù,
Ùkwù Ọnyelu Israel ndi-Ya.
13 Jehofa, afa-I *nadidide* ebe-ebe;
Jehofa, nceta-I *nadi* na ndudugandu nine.
14 Makana Jehofa gekpe ndi-Ya ikpe,
Locigha azi uce-Ya maka ndi-odibo-Ya.

15 Alusi mba-ga bu-ga ọna-ọca na ọna-edo,
Ọlu aka madu.
16 Fa nwelu ọnu, ma fa adekwu okwu;
Fa nwelu anya, ma fa adafu uzọ;
17 Fa nwelu nti, ma fa adege nti;
Nke ume ọbuna nadi n'ọnu-fa.
18 Ndi kpulu fa gadi ka fa;
Eye, onye ọbuna cekwubelu fa.
19 Unu unọ Israel, gọzibenu Jehofa:
Unu unọ Eron, gọzibenu Jehọfa:
20 Unu unọ Lifai, gọzibenu Jehofa:
Unu ndi natulu Jehofa egwu, gọzibenu
Jehofa.
21 Ka ngọzi nke si na Zaion dili Jehofa,
Onye bi na Jerusalem.
Tobenu Ja.

136 1 Kenenu Jehofa; makana Ọdi nma:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
2 Kenenu Cuku nke cuku-ga:

Digitized by Google

Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
3 Kenenu Dinwenu nke ndi bu dinwenu :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
4 *Kene* Ya bu Onye sọ Ya neme ife iti-ga-nkpu :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
5 *Kene* Ya bu Onye sitelu n'ighọta-ife weme enu-igwe :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
6 *Kene* Ya bu Onye gbasalu ani ka ọka mili enu :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
7 *Kene* Ya bu Onye melu nuku ìfè-ga :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe :
8 Anya-anwu ka ọnaci n'efifie :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe :
9 Ọnwa na kpakpando-ga ka fa naci n'ucici :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
10 *Kene* Ya bu Onye tigbulu Ijipt nime umu-izizi-fa :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe :
11 Wesi n'etiti fa kpọputa Israel :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe :
12 N'aka di ike, ya na ọgwe-aka esetipulu esetipu :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
13 *Kene* Ya bu Onye kewaralu Orimili nme-nme ibọa :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe :
14 Weme ka Israel si n'etiti ya gafe :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe :
15 Ma Ozizipunyelu Fero na usu ndi agha ya nime Orimili Nme-nme :
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.

Google

16 *Kene* Ya bu Onye dufegalu ndi-Ya nime ọfia kwu nkiti:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
17 *Kene* Ya bu Onye tigbulu nuku eze-ga:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe:
18 Wegbue eze newu-ga ewu:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe:
19 Saihon eze ndi-Amorait:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe:
20 Ọg eze Beṣan;
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe:
21 Welu ani-fa nye ka ọbulu ùkwù:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe:
22 Bú ùkwù *Ọnyelu* Israel odibo-Ya:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
23 Onye cetalu ayi n'ọkwa di ani ayi:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe:
24 Ọzọputago azi ayi n'aka ndi namanye ayi:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
25 Ọnenye aru nine nni:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.
26 Kenenu Cuku nke enu-igwe:
Makana afọ-ọma-Ya *nadidide* ebe-ebe.

137 1 N'ikpele orimili-ga nke Babilon,
N'ebe afu ka ayi nọdulu ani, eye, ayi kwalu ákwá,
Ka ayi cetalu Zaion.
2 N'enu osisi-wilo di-ga n'etiti ya
Ka ayi kokwasili ubọ-akwala-ayi-ga.
3 Makana ebe afu ka ndi dọlu ayi n'agha julu ase okwu-ga nke abù n'aka-ayi,
Ndi nakwali ayi *julu ase* aṅuli *n'aka-ayi, nasi,*
Bualunu ayi ofu n'abù Zaion.

Digitized by Google

4 Kedu ka ayi gesi bu abù Jehofa
N'ani madu ?
5 Ọbuluna ecezọm i, Jerusalem,
Ka aka-nnim cezọ *ife-ṅkà-ya.*
6 Ka ilem nyakudo nime agba-enum,
Ma ọbuluna ecetarọm i;
Ma ọbuluna aralurọm Jerusalem
Kalia isi aṅulim.
7 Jehofa, ceta ubọsi Jerusalem
Medide umu Idom;
Ndi nasi, Me ka ọgbalu aka, me ka ọgbalu aka,
Ọbunadu welue na ntọ-ani-ya.
8 Ngi nwa-nwayi Babilon, nke agemebi emebi;
Aṅuli gadili ya, *bú* onye nakwu i ugwọ
Etu imegolu ayi.
9 Aṅuli gadili ya, *bú* onye gacili umu-aka-i pialie fa
Na nkpuma.

138

Nke Defid.

1 Agameji obim nine wekene I:
N'iru cuku-ga agamabuku I abu-ọma.
2 Agamesekpulu do iru n'unọ-nsọ-I,
Kene azi afa-I maka afọ-oma-I na ezi-okwu-I:
Makana Imego okwu-I nuku kalia afa-I nine.
3 N'ubọsi mkpọkulu I Izalum,
Iji ume *Itinyelu* na nkpulu-obim weme ka mdi ike.
4 Eze nine nke uwa gekene I, Jehofa,
Makana fa anugo okwu ọnu-I-ga.
5 Eye, fa gabu abù maka uzọ Jehofa-ga;
Makana otuto Jehofa di nuku.

Digitized by Google

6 Makana ọbu ezie na Jehofa di enu, ma
Ọnafu onye di ume-ani:
Ma onye npako ka Ọnenegalu anya n'ọte-aka.
7 Ọbu ezie na anamakpaghali n'etiti afufu,
Igatunyem ndu;
Igesetipu aka-I imedide iwe ndi-ilom,
Aka-nni-I gazọputa-azim.
8 Jehofa gemezu ife dilim:
Jehofa, afọ-ọma-I *nadidide* ebe-ebe;
Arapukwana ọlu-ga Iji aka-I welu.

139

Ọdili Onye-isi Abù. Abu-ọma Defid.

1 Jehofa, Inyocagom, malu-azim.
2 Nginwa malu inọdu-anim na ibiniọtọm,
Inaghọta ililoim n'ọte-aka.
3 Inacọputa ọkpu-uzọm na idina-anim,
Imasili uzọm nine aka.
4 Makana ọnwerọ ofu okwu efu di n'ilem,
Ma, ne, Jehofa, Imacasili ya nca.
5 Inọrubegom azu na iru,
Bulu azi aka-I tukwasim.
6 *Etu* amamife *di nọfu* adikalum iti-nkpu;
Ọdi enu, apurọm ilu ya.
7 Ebe ka mgarapu mọ nke I si?
Maọbu ebe ka mgesi gbapu n'iru I?
8 Ọbuluna arọgom n'enu-igwe, Nginwa nọ n'ebe afu:
Ọbuluna amam àkwàm na Ṣeol, ne, na Inọ n'ebe afu.
9 Ọbuluna acilim nku nke ututu,
Bili azi n'akuku tekasili aka nke orimili nnu;

10 Ọbunadu n'ebe afu ka aka-I ganedum,
Aka-nni-I azi gejidem.
11 Ọbuluna asim, Ezie ọcici gekpudom,
Mgbe afe ucici gabulu ìfẹ̀ okilikilim;
12 Ọbunadu ọcici na ọgbarọlu I ọcici,
Ma ucici nenwu ka efifie:
Ọcici na ìfẹ̀ bu ofu *n'anya-I.*
13 Makana Nginwa akpugo akulum-ga:
Ikwukọlum ọnu n'afọ nnem.
14 Agamekene I; makana uzọ esi kpum di egwu di azi iti-nkpu:
Ọlu-I di-ga iti-nkpu;
Nke afu ka nkpulu-obim masili ọfuma.
15 Ọkpukpum ezorọ-ga nzuzo n'anya-I,
Mgbe eji kpuam na nzuzo,
Mgbe eji welu ùkà kpam *ka ákwà* n'ọmu-ani ani.
16 Anya-I fulu arum ka onezusirọ oke,
N'akwukwọ-I ka edenyezulu *akuku arum* nine,
Nke anakpu kwada,
Mgbe ofu efu nime fa nadirọli adi.
17 Cuku, nekene ka ililo-I si di-ga oke ọnu n'ebe mnọ azi!
Nekene ka ọnu-ọgu-fa si di nuku!
18 Ọbuluna agubam fa ọnu, fa bakalili uzuzu n'uba:
Mgbe mu etetana, anọnyelilim I.
19 Cuku, n'ezi-okwu Igegbu ajọ madu:
Maka ya pualumnu, unu ndi agu ọbala *madu* nagu.
20 Makana fa ji ajọ izuzu anupu isi n'okpulu I,
Ndi-ilo-I nebuni onwefa n'ife neloro elo.
21 Jehofa, akpọrọm ndi kpọlu I asì asì ka?

Adamatulu ndi nebini emedide I izè ka?
22 Akpọsilim fa asì nca nca:
Agulum fa ndi-ilom.
23 Nyocam, Cuku, ka Imalu obim:
Nwam, ka Imalu ilolom-ga:
24 Nene ma ọnwelu uzọ ọbuna neweta ife nwuta nimem,
Wedulum naga n'uzọ ebe-ebe.

140

Ọdili Onye-isi Abù. Abu-ọma Defid.

1 Dọputam, Jehofa, n'aka ajọ madu;
Cebem ka mghalu idanye n'aka onye neme ife-ike:
2 Nke nezu ajọ ife n'obi-fa;
Ogonogo ubọsi nine ka fa nakpọkọba onwefa ọnu maka agha.
3 Fa amucago ile-fa dika agwọ;
Ilè aju-ani di n'okpulu egbugbele-ọnu-fa. [Sela.
4 Debem, Jehofa, ka mghalu idanye n'aka ndi ajọ madu;
Cebem ka mghalu idanye n'aka onye neme ife-ike;
Ndi zubegolu ikwaruka ije-ukwum n'usọ.
5 Ndi ngala esigolum igbudu, na udọ-ga;
Fa agbago ọnya n'usọ uzọ;
Fa egwugolum ọbù. [Sela.
6 Agwalum Jehofa, si, Nginwa bu Cuku nkem:
Jehofa, ge nti n'onu ayiyọm-ga.
7 Jehofa Dinwenum, *bú* ike nzọputam,
Ikpudugo isim n'ubọsi agha.
8 Jehofa, ekwekwana ife-ga nke ndi ajọ madu ọacọ;

Digitized by Google

Emena ka ajọ izuzu-ya gawaga; maka fa ebunie onwefa. [Sela.
9 Ma isi ndi nanọrubem okilikili,
Ka ife ilu-aru nke egbugbele-ọnu-fa kpudo fa.
10 Ka opoto-ọku dakwasi fa:
Ka akwanye fa nime ọku;
Nime onunu-ga nke mili emi, ka fa ghalu ikuninwozi ọzọ.
11 Ameme ka onye nekwu ajọ okwu kwusie ike n'uwa.
Ajọ ife ganacu nta onye neme ife-ike ikwatu ya.
12 Amalum na Jehofa gekpelu onye anebuda okwu-ikpe-ya,
Na ife kwu ọtọ nke ọgbenya.
13 Ezie ndi ezi omume gekene afa-I:
Ndi kwu ọtọ gebi n'iru I.

141

Alu-ọma Defid.

1 Jehofa, akpọkugom I; me ngwa gbakutem:
Ge nti n'onum, mgbe mkpọkulu I.
2 Ka ekpelum bulu ife agece n'iru I dika ife ísì-usọ;
Icini akam enu dika àjà anyasi.
3 Tinye nce, Jehofa, n'iru ọnum;
Cebe ọnu-uzọ nke egbugbele-ọnum.
4 Edona obim iru n'ajọ ife ọbuna,
Isolu ndi nalu ajọ ọlu
Neme ajọ omume-ga:
Ka mghalu ili ife ọbuna n'ife-usọ-fa.
5 Ka Onye ezi omume tiem ife, *ọgabu* afọ-ọma:
Ka ọba-azi-lim nba, *ọgadi ka* ude n'isi;

Ekwena ka isim ju ya:
Makana ọbuna n'ajọ ọlu-fa agamnekpelili ekpelum.
6 Ndi-ikpe-fa ka akwatulu n'akuku nkpuma;
Fa ganu okwum-ga; makana fa dı usọ.
7 Dika mgbe ofu onye nabọni ani nakpọbo azi ani,
Ọkpukpu-ayi nagbasasili n'ọnu Seol.
8 Makana anyam di-ga n'ebe Inọ, Ngi Jehofa Dinwenum:
Na Ngi ka mgbabalu; agbabana nkpulu-obim aka.
9 Debem ka mghalu idaba n'igbudu fa silim,
Ghalu idaba n'ọbù ndi nalu ajọ ọlu.
10 Ka ndi ajọ madu ma n'ọnyà-fa-ga,
N'ebe munwa gafelu *ya*.

142 *Maskil Defid, ka ọnọ n'ugbò; Ekpelu.*
1 Ejim onum kwakue Jehofa;
Onum ka mji yọ Jehofa ayiyọ.
2 Eruputalum ife icighali-obim n'iru-Ya;
Egosilim afufum n'iru Ya.
3 Olue ka ufu kpulu mọ nke di nimem, Nginwa malu ọkpu-uzọm.
N'uzọ ebe msi aga ka fa gbagolum ọnya.
4 Nenedo n'aka-nnim, ka Ifu; makana ọnwerọ ofu onye efu malum:
Ebe ngbabanye akọnarigom; ọnwerọ onye nacọ nkpulu-obim.
5 Akwakulum I, Jehofa;
Asim, Nginwa bu ebe-ngbabanyem,
Ọkè nkem n'ani ndi di ndu.
6 Ña nti n'abùm; makana ebudatalum n'ezi ani:

Naputam n'aka ndi nacum; makana fa kam ike.
7 Si n'unǫ-nga kpǫputa nkpulu-obim, ka mwekene afa-I:
Ndi ezi omume gabiarubem okilikili;
Makana Igemelum ǫgǫ agadaga.

143

Abu-ǫma Defid.

1 Nulu onu ekpelum, Jehofa; ge nti n'ayiyǫm-ga:
Zam nime ikwesi-ncekwube-I, *na* ime ezi omume-I.
2 Ejina odibo-I ba n'ikpe;
Makana ǫnwerǫ madu ǫbuna di ndu agenye olo n'anya-I.
3 Makana onye-ilo acubago nkpulu-obim;
Otitugo ndum n'ani:
Ǫmego ka mbili n'ebe ǫcici-ga, dika ndi nwugoluli anwu gbo.
4 Nya kpatalu na ufu nekpu mǫm nimem;
Obim *nke di* nimem kwulu nkiti.
5 Anameceta ubǫsi gbo;
Anamelo obim n'omume-I nine;
Mcighalia ucem n'ǫlu aka-I-ga.
6 Asagbapulum akam n'ebe Inǫ:
Akpili I nadǫ nkpulu-obim dika ani ike gwulu. [Sela.
7 Me ngwa gazam, Jehofa; aka akupu mǫ nkem:
Ezonarikwanam iru-I;
Maka mu adi ka ndi nezida n'onunu.
8 Mem ka mnu afǫ-ǫma-I n'ututu;
Makana ǫbu I ka mcekwubelu;

Digitized by Google

Mem ka mmalu uzọ nke kwesili ka msi naga;
Makana ebunilim nkpulu-obim nye I.
9 Jehofa, naputam n'aka ndi-ilom:
Agbakutalum I ka Izobem.
10 Kuzielum ime ife nasọ I usọ; makana Nginwa bu Cuku nkem:
Mọ nke I di nma; dulum je n'ani ife kwu ọtọ.
11 Tunyem ndu, Jehofa, maka ifi afa-I:
Welu ezi omume-I kpọputa nkpulu-obim n'afufu.
12 Welu azi afọ-ọma-I bepu ndi-ilom,
Gbusisie azi ndi nine namanye nkpulu-obim;
Makana munwa bu odibo-I.

144

Nke Defid.

1 Ngọzi dili Jehofa *bú* nkpuma nkem,
Nke nakuzili akam ibu agha,
Nakuzi-azi-li nkpisi-akam inu ọgu:
2 Afọ-ọmam, na igam,
Unọ-enum, na Onye-nzọputam;
Ọtam, na Onye mgbabalu nime Ya;
Onye nerube ndi nkem n'okpulum.
3 Jehofa, gini ka madu bu, nke Inamata Ya?
Maọbu nwa nke madu, nke Inagbanye ya n'ife?
4 Madu di ka ofu nku-ume:
Ubọsi-ya di-ga ka onyinyo nagafe agafe.
5 Rube enu-igwe-I-ga, Jehofa, zidata:
Metu ugwu-ga aka, na fa gakwu anwulu.
6 Me ka àmùmà se, cusa azi fa;
Gbapu ufele-I, wemelie azi fa.
7 Si n'enu setipu aka-I;

Digitized by Google

Zọputam, dọputa-azim na nuku mili-ga,
Naputam n'aka ndi ani madu ;
8 Ndi ọnu-fa nekwu okwu neloro elo :
Aka-nni-fa bu aka-nni así.
9 Cuku, agamabunye I abu ọfu :
N'enu ubọ eji akwala ili kwe ka mgabuku I abu-ọma.
10 Ọbu Ya nenye ndi-eze nzọputa :
Ọnye nazọputa Defid odibo-Ya n'aka ajọ nmà-agha.
11 Zọputam, naputa-azim n'aka ndi-ani-madu,
Ndi ọnu-fa nekwu ife neloro elo,
Aka-nni-fa bu aka-nni así.

12 Mgbe umu-ayi ndikom gadi ka umu-osisi gbalu nuku na nwata ;
Umu-ayi umu-nwayi azi adi ka nkpuma nkuku-unọ akwacalu akwaca dika esi akwaca nke unọ-eze ;
13 *Mgbe* anuru-ayi geju-ga, aneweputa ife olili di ice ice nime fa :
Atulu-ayi anamu-ga nnu kwulu nnu na ula-nnu kwulu ula-nnu umu n'ebe-ita-nni-ayi ;
14 *Mgbe* ebojulu efi-ayi ibu ọfuma ;
Mgbe ntikpọbata ọbuna nadiro, nke ipu *agha* ọbuna nadi,
Nke ikpọ-nkpu ọbuna nadi n'ilo-ayi-ga ;
15 Aṅuli nadili ndi, nke ọkwa-fa di nọfu :
Eye, ndokwa nadili ndi, nke Cuku-fa bu Jehofa.

145 *Otuto ; nke Defid.*
1 Agamebuni I, Cuku nkem, bú eze ;
Agamagọzi afa-I ebe-ebe ebe-ebe.
2 Kwada ka mgagọzi I ;

Digitized by Google

Agameto afa-I ebe-ebe ebe-ebe.
3 Jehofa bu nuku, kwesi azi ka eto Ya nuku otuto;
Idi-nuku-Ya bu ife nadirọ icọputa ani-ya.
4 Ofu ndudugandu getolu ọlu-I ba na nke-ọzọ,
Fa gakọ ọlu odogu Ilulu.
5 Maka ebube nke otuto nke nsọpulu-I,
Na maka ọlu iti-nkpu I-ga, ka mganacighali ucem.
6 Madu ganekwu maka idi-ike nke ọlu-I di-ga egwu;
Agamakọ azi idi-nuku-I.
7 Fa ganekwuwa nceta nke nuku idi-nma-I,
Bua azi abu ngoli maka ezi omume-I.
8 Jehofa di amala, juputa azi n'ebele;
Ọdewe iwe ọsisọ, di azi nuku afọ-ọma.
9 Jehofa di nma n'ebe ọra nọ;
Ebele-Ya di-ga n'isi ọlu-Ya nine.
10 Jehofa, ọlu-I nine gekene I;
Ndi-afọ-ọma-I gagọzi I.
11 Fa gekwu maka otuto ani-eze-I,
Nekwu azi maka odogu Ibu;
12 Ime ka umu madu malu ọlu-odogu-Ya-ga,
Na ebube kwulu ebube nke ani-eze-Ya.
13 Ani-eze-I bu ani-eze ebe-ebe,
Ọcici Inaci *nadidide* ndudugandu nine.
14 Jehofa nakwado ndi nine nada ada,
Nekuni ndi nine rulu erulu.
15 Anya ife nine bolu I;
Nginwa nakulu fa nni n'ọge nni.
16 Isalu aka-I,
Neji ife nasọ ife ọbuna di ndu eme ka afọ ju va.

Digitized by Google

17 Jehofa bu Onye ezi omume n'uzọ-Ya nine,
Bulu Onye afọ-ọma n'ọlu-Ya nine.
18 Jehofa di nso ndi nine nakpọku Ya,
Ndi nine nakpọku Ya n'ezi-okwu.
19 Ọgemezulu ndi nine natulu Ya egwu ife nasọ fa usọ;
Ọganu azi onu ákwá-fa, wezọputa fa.
20 Jehofa nedebe ndi nine fulu Ya n'anya;
Ma ndi ajọ madu nine ka Ogegbusisi.
21 Ọnum gekwu otuto Jehofa;
Ka madu nine gọzie afa nsọ Ya ebe-ebe.

146 1 Tobenu Ja.
Tobe Jehofa, ngi nkpulu-obim.
2 N'ebe mdi ndu agameto Jehofa:
Agamnabuku Cuku nkem abu-ọma n'ebe mnọlili.
3 Unu ecekwubena ndicie,
Nke *unu necekwube* nwa madu, onye nenwerọ nzọputa ọbuna.
4 Okube ume, ocighakwa ọzọ n'aja-ya;
N'ofu mbọsi afu ilolo-ya ana-ga n'iyi.
5 Aṅuli dili onye nwelu Cuku nke Jekob ka Ọbulu inye-aka-ya,
Onye itu-anya-ya di na Jehofa Cuku-ya:
6 Onye kelu enu-igwe na uwa,
Orimili, na ife nine di nime fa;
Onye nedebe ezi-okwu ebe-ebe.
7 Onye nemelu ndi anakpagbu ife Ọkpelu n'ikpe;
Onye nenye ndi agu nagu nni:
Jehofa natọpu ndi nji;
8 Jehofa nasa *anya* ndi ìsì;
Jehofa nekuni ndi rulu erulu;

Digitized by Google

Jehofa nafu ndi ezi omume n'anya;
9 Jehofa nedebe ndi-ọbia;
Ọnakwádo onye nenwerọ nna na ajadu;
Ma uzọ ndi ajọ madu ka Ọnaghakpu aghakpu.
10 Jehofa geci eze ebe-ebe,
Cuku-I, ngi Zaion, genyena ndudugandu nine.
Tobenu Ja.

147 1 Tobenu Ja;
Makana ọdi nma ibuku Cuku-ayi abu-ọma;
Makana ọbu ife usọ, otuto bu *azi* ife kwesili ekwesi.
2 Jehofa naluni Jerusalem;
Ọnakpọkọba ndi acupulu acupu n'Israel.
3 Ọnazọ ndi obi-fa tiwalu etiwa,
Nefiekwa azi ọnya-fa.
4 Ọnagu ọnu-ọgu kpakpando-ga;
Ọguzulu fa nine afa-fa.
5 Dinwenu-ayi bu nuku, bulu azi odogu n'ike;
Nghọta-Ya adirọ iguta ọnu.
6 Jehofa nakwado ndi ebudalu ebuda:
Onebudalu ndi ajọ madu ani.
7 Welunu ekene bunyebe Jehofa abu;
Bukubenu Cuku-ayi abu-ọma n'enu ubọ akwala:
8 Onye ji igwe oji wekpudo enu-igwe,
Onye nedozi mili ozizo maka ani,
Onye neme ka afifia pue n'enu-ugwu-ga.
9 Ọnenye anumanu nni-ya,
Nye azi umu ugolọma nakpọ *maka nni.*
10 *Nuku* ike anyinya adasọ Ya usọ:
Úkwú madu-ga adasọ Ya usọ.

Digitized by Google

11 Ife ndi natulu Ya egwu nasọ Jehofa usọ,
Ndi natu anya afọ-ọma-Ya.
12 Tobe Jehofa, ngi Jerusalem ;
Tobe Cuku-I, ngi Zaion.
13 Makana Ọmego ka nga-*ígwè* ọnu-uzọ-ilo-i-ga sie ike ;
Ọgọzigo umu-I di nime I.
14 Ọneme ka ndokwa bulu okè-ani-i-ga ;
Oji okili makalicasilinu weme ka iju eju.
15 Onezipu ife Otili n'iwu n'uwa ;
Okwu-Ya nagbasi ọsọ ike.
16 Ọnenye sno dika aji-anu ;
Ọnefesa họ-frọst dika ntu ọku.
17 Ọnatupu *mili*-ais-Ya dika nbe-aka nni :
Onye pulu ikwulu n'iru oyi-Ya ?
18 Onezipu okwu-Ya, gbaze fa :
Ọneme ka ikuku-Ya kue, mili erube.
19 Onegosi Jekob okwu-Ya,
Negosi Israel ukpulu-Ya-ga na ikpe-Ya-ga,
20 Osinurọ nọfu wemeso mba ọbuna :
Ma ikpe-Ya-ga, fa amarọ fa.
Tobenu Ja.

148 1 Tobenu Ja.
Sinu n'enu-igwe-ga tobe Jehofa :
Tobenu Ya n'ebe di-ga enu.
2 Tobenu Ya, unu ndi-mọ-ozi-Ya nine :
Tobenu Ya usu *ndi agha* Ya nine.
3 Tobenu Ya, anya-anwu na ọnwa :
Tobenu Ya, unu kpakpando nke ìfè nine.
4 Tobenu Ya, unu enu-igwe nke enu-igwe-ga,
Na unu bu mili di-ga n'enu enu-igwe-ga.
5 Ka fa tobe afa Jehofa :
Makana Yanwa tili iwu, eweke fa.

Digitized by Google

6 Ọmego azi ka fa kwulu ebe-ebe ebe-ebe:
Ọtọgolu *fa* ukpulu nke ofu efu *nime fa* manenefeganu.
7 Sinu n'uwa tobe Jehofa,
Unu agwọ-ọla-mili, na ogbu mili nine:
8 Ọku na aku-mili-igwe, sno na alulu;
Oke ikuku, ndi nemezu okwu-Ya:
9 Ugwu-ga na ngongo nine;
Osisi nami-ga nkpulu na *osisi* sida nine:
10 Anu ọfia na anumanu nine;
Ife nakpu-ga akpu na nnunu nefe efe:
11 Ndi-eze nke uwa na ndi nine *n'uwa;*
Ndi-isi na ndi ikpe nine nke uwa:
12 Ka umu-ikolọbia ka umu-agbọ;
Ka ndi-agadi ka umu-aka:
13 Ka fa tobe afa Jehofa;
Makana ebunili sọ afa-Ya enu;
Nsọpulu-Ya ka uwa na enu-igwe enu.
14 Obunigo mpi ndi-Ya,
Bú otuto ndi-afọ-ọma-Ya nine;
Ọbunadu nke umu Israel, ofu ndi nọ nso Ya.
Tobenu Ja.

149 1 Tobenu Ja.
Bunyenu Jehofa abu ọfu,
Na otuto-Ya nime nzukọ ndi afọ-ọma.
2 Ka Israel ñuliba n'Onye melu ya:
Ka umu Zaion golibe ngoli n'Eze-fa.
3 Ka fa tobe afa-Ya n'ite-egwú:
Ka fa bulu égwú na ubọ-akwala bukube Ya abu-ọma.
4 Makana ife ndi-Ya nasọ Jehofa usọ:
Ogeji nzọputa wecọ ndi ebudalu ebuda nmá.
5 Ka ndi afọ-ọma nanya isi n'otuto:

Google

Ka fa buba abu ngoli n'enu àkwà-fa;
6 *Ka* otuto di enu nke Cuku *di* n'ọnu-fa,
Na nmà-agha iru nabọ n'aka-fa;
7 Ibọ ọ́bọ̀ n'isi mba-ga,
Na ipia itali n'isi ndi nine *n'uwa;*
8 Iji ọgbiligba wefiedo ndi-eze-fa,
Na iji ígà wekpọba ndicie-fa;
9 Ime ikpe edelu ede n'isi fa:
Ebube nka ka ndi-afọ-ọma-Ya nine nwelu.
Tobenu Ja.

150 1 Tobenu Ja.
Tobenu Cuku n'ebe-nsọ-Ya:
Tobenu Ya na nbala-igwe nke ike-Ya.
2 Tobenu Ya maka ọlu odogu Ya-ga:
Tobenu Ya ka ebube idi-nuku-Ya si di.
3 Welunu onu opi tobe Ya:
Cilinu une na ubọ-akwala tobe Ya.
4 Welunu iti-egwú na ite-egwú tobe Ya:
Cilinu ubọ eji akwala kwe na ọja wetobe Ya.
5 Cilinu ájà narasi ike tobe Ya:
Cilinu ájà narani enu tobe Ya.
6 Ka ife ọbuna neku ume tobe Ja.
Tobenu Ja.

Digitized by Google

INU-GA.

1 1 Inu nke Solomon nwa Defid, eze Israel, *tu-ga-lu:*
2 Ima amamife na idọ-nti;
Ighọta okwu nghọta;
3 Inalu idọ-nti na nkuzi,
N'ezi omume na ikpe na ikwu-ọtọ;
4 Inye onye nenwerọ uce uce,
Inye okolọbia ife ọmuma na izuzu:
5 Ka onye amamife wenu *ife*, webawanye na nmuta azi;
Ka onye naghọta azi ife wenwe ndumọdu:
6 Ighọta inu, na okwu mili emi;
Okwu-ga nke ndi amamife, na inu fa *nenu.*

7 Egwu Jehofa bu isi-nbido ife ọmuma.
Ma ndi nkafie neneni amamife na idọ-nti.
8 Nwam, nulu idọ-nti nke nna-i,
Arapuna iwu nne-i:
9 Makana fanwa gabu okpu amala n'isi-i,
Bulu azi iyagba iyi n'onu-i.
10 Nwam, ọbuluna ndi njọ ewelu ulà laba i,
Ekwenyekwana.
11 Ọbuluna fa asi, Sobe ayi,
Ka ayi ce anwu ọbala,
Ka ayi zo nzuzo ce onye nemerọ ajọ ife na nkiti;
12 Ka ayi no fa na ndu dika Ṣeol,
Ọbunadu ndi zulu oke, dika ndi nezida onunu;

Digitized by Google

13 Ayi gafu àkù nine di oke ọnu,
Ayi gakwaju unọ-ayi-ga n'ife ayi kwatalu;
14 Solu ayi kelu oke;
Ayi nine genwekọ ofu akpa ego:
15 Nwam, esokwana fa ga n'uzọ;
Sepu ukwu-i n'ọkpu-uzọ-fa:
16 Makana ukwu-fa nagbaga n'*ime* ajọ ife,
Fa neme ngwa igbafu ọbala.
17 Makana agbalu ọnya na nkiti,
N'anya nnunu ọbuna:
18 Ndia nece anwu ọbala onwefa,
Fa zolu nzuzo ce ndu onwefa.
19 Ọbu nofu ka uzọ onye ọbuna akpili-ya nacọ
sọ elele si di-ga;
Ife afu newepu ndu ndi nwe ya.

20 Amamife nakpọ nkpu n'ilo;
Onu-ya nara n'obodobo uzọ-ga;
21 Ọnakpọ oku n'isi *ilo ebe* anakpọtu nkpọtu;
Na nbata ọnu-uzọ-ga,
N'obodo, onekwu okwu-ya-ga:
22 Unu ndi nenwerọ uce, ọge one ka unu gafu
énwe-uce n'anya?
Ọge one ka akaje ganasọ ndi akaje,
Ndi nsọkwu kpọ azi ife ọmuma asi?
23 Cighanu na nba mnaba:
Ne, agamerupulu unu mọ nkem,
Agameme ka unu malu okwum-ga.
24 Makana akpọgom oku, unu ju;
Esetipugom akam, ọnwerọ onye ńalu nti;
25 Ma unu akparukago alom nine n'usọ,
Unu acọrọ nbam:
26 Munwa azi gamu n'*ubọsi* nuku afufu-unu;
Agameme akaje mgbe ife-egwù-unu biana.

Digitized by Google

27 Mgbe ife-egwù-unu biana dika ebili,
Nuku afufu-unu abiana azi dika nuku ifufe;
Mgbe nkpa na ife ngbu gadakwasi unu.
28 Mgbe afu ka fa gakpọkum, ma mmaza;
Fa gacọsim ike, ma fa amafum:
29 Makana fa kpọlu ife ọmuma asi,
Fa araluro egwù Jehofa:
30 Fa acọro alom;
Fa nenili nba nine mnaba:
31 Nyabu na fa geli nkpulu nke uzọ-fa,
Afọ eju azi fa n'izuzu-fa.
32 Makana idacigha-azu nke ndi nenwerọ uce gegbu fa,
Eze-ndu nke ndi nsọkwu geme ka fa na n'iyi.
33 Ma onye nulu onum gebi n' aru-ofufo,
Ọganọ n'aru-bu nátu egwu ajọ ife.

2 1 Nwam, ọbuluna iganalu okwum-ga,
Kpakọba ife mti-ga-lu n'iwu nime i;
2 Ka iweña nti-i n'amamife,
Do azi obi-i iru na nghọta;
3 Eye, ọbuluna igakpọku nmuta,
Neweni azi onu-i enu imalu nghọta;
4 Ọbuluna igacọ ya dika ọna-ọca,
Gwuputa ya dika àkù zo-ga-lu nzuzo;
5 Mgbe afu ka igaghọta egwu Jehofa,
Fu azi ife ọmuma nke Cuku.
6 Makana Jehofa nenye amamife;
N'ọnu-Ya ka ife ọmuma na nghọta *si aputa:*
7 Ọnakpakọbalu ndi kwu ọtọ izube-ife,
Bulu azi ọta ndi ji izu-oke aga;
8 Ka Ọwenece ọkpu-uzọ-ga nke ikpe,
Debe azi uzọ ndi-afọ-ọma-Ya.
Mgbe afu ka igaghọta ezi omume na ikpe,

Na ife kwu ọtọ, *eye*, ezi ọkpu-uzọ ọbuna.
10 Makana amamife gaba n'obi-i,
Ife ọmuma gabu ife nasọ nkpulu-obi-i usọ;
11 Izuzu gedebe i,
Nghọta ganece i:
12 Inaputa i n'uzọ ajọ *madu*,
N'aka madu ndi nekwu ofega;
13 Ndi rapulu ọkpu-uzọ nke kwu-ga ọtọ,
Ka fa wega n'uzọ-ga nke ọcici;
14 Ndi nañuli ime ajọ ife,
Negoli n'ofega nke ajọ *madu;*
15 Ndi uzọ-fa gbagọlu agbagọ,
Fa nesifie azi n'ọkpu-uzọ-fa-ga:
16 Inaputa i n'aka nwayi naburọ nwunye-i,
Ọbunadu n'aka onye naburọ nwunye-i nke nekwu ile usọ;
17 Nke narapu di ọnwelu n'agbọ,
Cezọ azi àgbà Cuku-ya:
18 Makana unọ-ya nadasi n'ọnwu,
Ọkpu-uzọ-ya-ga *nadasi* n'ebe ndi nadirọ ndu nọ:
19 Ọnwerọ ofu efu nejeku ya gecigha azi ọzọ,
Nke fa nelu n'ọkpu-uzọ-ga nke ndu:
20 Ka iweneje n'uzọ ndi ezi madu,
Nedebe azi ọkpu-uzọ-ga nke ndi ezi omume.
21 Makana ndi kwu ọtọ gebi n'uwa,
Ndi zulu oke gafọdu nime ya.
22 Ma agebepu ndi ọjọ n'uwa,
Ageropu ndi naghọ aghughọ nime ya.

3 1 Nwam, ecezọna iwum;
Ma ka obi-i cebe ife mti-ga-lu n'iwu:
2 Maka ogonogo ubọsi, na arọ-ga nke ndu,
Na ndokwa, ka fa getinyelu i.

Digitized by Google

3 Ka afọ-ọma na ezi-okwu ghalu irapu i :
Kedo fa n'onu-i ;
Denye fa n'enu obi-i :
4 Igafu azi amala na ezigbo nghọta
N'anya Cuku na madu.
5 Welu obi-i nine cekwube Jehofa,
Adabebekwana nghọta nke aka i :
6 N'uzọ-i nine malu Ya,
Na Yanwa geme ka ọkpu-uzọ-i kwu-ga ọtọ.
7 Amana amamife n'anya-i,
Tualu Jehofa egwu, si n'ajọ ife puruka :
8 Ọgabu ife ọzuzọ n'otubo-i,
Bulu azi umi n'ọkpukpu-i.
9 Welu àkù-i sọpulu Jehofa,
Ya na nkpulu izizi n'ife nine masili i :
10 Ọba-i gesi nọfu juputa n'imelime ife olili,
Ife izọca manya i ewetiwa na manya ọfu.

11 Nwam, emekwana izize n'idọ-nti nke Jehofa ;
Nke iba-nba-Ya nekwu i ìwù :
12 Makana onye Jehofa fulu n'anya ka Ọnabalu nba ;
Ọbunadu ka nna si *abalu* nwa-nwoke ife-ya nasọ ya usọ *nba.*
13 Añuli nadili madu nke nafu amamife,
Na madu nke naghọta nghọta.
14 Makana ngbele-ya ka ngbele ọna ọca nma,
Elele-ya ka nke ọmalica ọna-edo *nma.*
15 Nke afu ka rubi oke ọnu :
Ọnwerọ ofu efu n'ife nasọ i usọ di itunyelu ya.
16 Ogonogo ubọsi di n'aka-nni-ya ;
N'aka-ekpe-ya ka àkù na otuto di.
17 Uzọ-ya bu-ga uzọ usọ,
Ọkpu-uzọ-ya nine bu-ga ndokwa.

Google

18 Nke afu bu osisi *nenye* ndu n'ebe ndi kwedolu ya aka nọ:
Añuli nadili onye ọbuna jidelu ya.
19 Jehofa ji amamife wetọ ntọ-ani uwa;
Sitena nghọta ka Oji me ka enu-igwe-ga sie ike.
20 Sitena ife-ọmuma-Ya ka eji kwaghepu ogbu mili-ga,
Ígwé azi natuda igiligi.

21 Nwam, ka fa ghalu ipu n'anya-i;
Necebe izube-ife na izuzu;
22 Nọfu ka fa gabulu nkpulu-obi-i ndu,
Bulu azi amala n'onu-i.
23 Mgbe afu iganeje n'uzọ-i n'aru-ofufo,
Imakpọbe ukwu-i.
24 Mgbe idinalu ani, imatu egwu:
Eye, igedina ani, ula-i gasọ usọ.
25 Atuna egwu maka egwù ntumade,
Nke inatu egwu nbibi ndi ọjọ, mgbe ọbiana:
26 Makana Jehofa gabu ncekwube-i,
Ọgedebe ukwu-i ka aghalu ighelu ya.
27 Azọdokwanalu madu ezi ife bú ndi ọdili,
Mgbe ọdi n'ike aka-i ime ya.
28 Asina ọyi-i, Naba, ka ibia ọzọ,
Eci ka mgenye;
Mgbe inwelu ya n'aka-i.
29 Akuna izu ajọ ife medide agbata-obi-i,
N'ebe obidebe i nso n'aru-ofufo.
30 Esona madu ọbuna ise okwu na nkiti,
Ma ọbuluna ọmerọ i ajọ ife.
31 Ekwosona onye neme ife-ike ekwolo,
Araluna ofu efu n'uzọ-ya-ga.

Digitized by Google

32 Makana onye sifielu esifie bu ife alu n' ebe Jehofa nọ.
Ma alo-nzuzo-Ya dinyelu ndi kwu ọtọ.
33 Ibu-ọnu nke Jehofa nadi n'unọ onye ojọ;
Ma Ọnagọzi ebe ndi ezi omume bi.
34 N'ezi-okwu Yanwa neme ndi akaje akaje,
Ma Ọnamulu ndi ebudalu ebuda amala.
35 Ndi amamife gelita otuto n'ùkwù;
Mạ nneni gabu nbuni-enu nke ndi nsọkwu.

4 1 Ụmum, nulunu idọ-nti nke nna,
Ṅanu nti ka unu malu nghọta:
2 Makana enyem unu ezi nkuzi;
Ajunanu iwum.
3 Makana abum-li nwa nke nnam,
Di nlo bulu azi sọ ofu nwa n'anya nnem.
4 Ọwekuzielum, sim,
Ka obi-i jide okwum-ga;
Debe ife mti-ga-lu n'iwu, ka idi ndu:
5 Nata amamife, nata nghọta;
Ecezọna, erirukana n'okwu di-gam n'ọnu:
6 Arapuna ya, ọgedebe i;
Fu ya n'anya, na ọgecebe i.
7 Amamife *bu* isi ife; nata amamife:
Eye, n'ife nine inatagolu nata nghọta.
8 Ṅebuni ya, na ogebuni i enu:
Ọgakpọba i n'otuto, mgbe imakulu ya.
9 Ọgenye isi-i okpu amala:
Ogerinye okpu-eze nke malu nmá n'aka-i.

10 Nwam, nulu, nalu azi okwum-ga;
Na arọ ndu-i gaba uba.
11 Akuzigolum i n'uzọ amamife;
Edugom i n'ọkpu-uzọ kwu-ga ọtọ.

Google

12 Mgbe inaga, ama-ukwu-i amakpa-ga nkpa;
Ọbulu azi na inagba ọsọ, imasọ ngọngọ.
13 Kwedosie idọ-nti aka ike; arapukwana ya:
Cebe ya; makana yanwa bu ndu-i.
14 Abana n'ọkpu-uzọ ndi ọjọ,
Agana n'iru n'uzọ ndi ajọ *madu*.
15 Zelu ya, agafena ya;
Purukalu ya, gafega.
16 Makana fa adala ula, belu sọ ma fa megodulu ajọ ife;
Ananapu fa ula-fa, belu sọ ma fa melu ka ọnwọ sọ ngọngọ.
17 Makana fa neli nni nke ife ọjọ,
Nala azi manya nke ife-ike.
18 Ma ọkpu-uzọ ndi ezi omume di ka ìfè namu amu,
Namuwanyelili genye na nfoca ci.
19 Uzọ ndi ọjọ di ka ọcici:
Fa adama ife fa nasọkwasi ngọngọ.

20 Nwam, ña nti n'okwum-ga;
Ge nti n'ife mnekwu.
21 Ka fa ghalu ipu n'anya-i;
Debe fa n'etiti obi-i.
22 Makana fanwa bulu ndi fulu fa ndu,
Bulu azi ife ọzizọ n'aru-fa nine.
23 Debe obi-i kalia ife nine inecebe;
Makana ife emena na ndu nesi nime ya aputa.
24 Werukalu onwei ọnu di ngiligọ,
Wete-azi-li onwei egbugbele-ọnu nkwufie aka.
25 Ka anya-i nenewaga n'iru,
Ka mbubolo-anya-i kwulu ọtọ n'iru i.
26 Kwazie ọkpu-uzọ ukwu-i,
Ka edozie azi uzọ-i nime.

Digitized by Google

27 Apurukana n'aka-nni ma-ọbu n'aka-ekpe:
Weruka ukwu-i n'ajọ ife.

5 1 Nwam, ṅa nti n'amamifem;
Ge nti na nghọtam:
2 Ka iwedebe izuzu,
Ka egbugbele-ọnu-i wecebe ife ọmuma.
3 Makana egbugbele-ọnu nwayi naburọ nwunye-i natusisi manu-anwu,
Ọnu-ya azi telakalili ude:
4 Ma isi-njedebe-ya nenu inu dika wọmwud,
Di nkọ dika nmà-agha iru nabọ.
5 Ukwu-ya nagbada n'ọnwu;
Ama-ukwu-ya nazọbanye na Ṣeol;
6 Maka ikwazie ọkpu-uzọ nke ndu:
Uzọ-ya neferube isi imarọ *fa*.
7 Nyabu, umum, nulunu onum,
Apurukana n'okwu ọnum-ga.
8 Wete uzọ-i aka n'ebe ọnọ
Akpudebena ọnu-uzọ unọ-ya:
9 Maka iwelu nsọpulu-i nye ndi ọzọ,
Welu azi arọ-i nye ndi neme ife-ike:
10 Maka afọ eju ndi naburọ nke i n'ume-i;
Àkànyà-i *abulu* n'unọ onye ọzọ;
11 Iwesuba ude n'isi-njedebe-i
Mgbe emelu ka ulu-aru-i na aru-i tasia aru,
12 Iwesi, Nekene ka msi kpọ ịdọ-nti asi,
Obim nenia nba;
13 Anurọzim onu ndi-nkuzim,
Nke mnege nti na ndi nakuzilim!
14 Ofọdulu nwantinti ka mnọzue n'ajọ ife nine
N'etiti nzukọ na ìgwè *ndi Israel*.
15 La mili n'ónùnù aka i,
Na mili neru eru n'ọmi aka i.

Digitized by Google

16 Isi-iyi-i-ga gawasasi n'ilo,
Mili-iyi-ga n'ọnu-ilo-ga ka?
17 Ka fa bulu nke sọ nginwa.
Ma ka fa ghalu ibu nke ndi naburọ ndi nke i.
18 Ka agọzie isi-iyi-i;
Nańuli na nwunye inutalu n'okolọbia.
19 Ka *ọdi ka* nwunye okogbo nke fulu n'anya na nwunye ewu ọfia malu nmá,
Ka ala-ya neju-ga i afọ n'ọge nine;
Nejefie mgbe nca n'ifu-n'anya-ya.
20 Nwam, gini kpata-azi-li iji jefie n'aru nwayi naburọ nwunye-i?
Neti obi onye naburọ nwunye-i?
21 Makana uzọ madu di-ga n'anya Jehofa,
Ọnakwazi ọkpu-uzọ-ya nine.
22 Ajọ omume aka ya ganwude-ga onye ọjọ,
Ageji udọ-ga nke njọ-ya wejide ya.
23 Yanwa ganwu nánalu idọ-nti;
Ọgejefie sitena nuku nkafie-ya.

6 1 Nwam, ọbuluna inọgolu madu-ibe-i na mbe,
Ọbuluna inalugo aka onye ọbia,
2 Ewelugo okwu ọnu-i-ga wema i n'ọnya,
Anwudego i n'okwu ọnu-i-ga.
3 Nyabu me nka, nwam, ka inaputa onwei,
N'ebe ibagolu n'aka madu-ibe-i;
Jebe, buda onwei, yọcibe madu-ibe-i nti.
4 Emena ka ula ba n'anya-i,
Nke ineme ka mbubolo-anya-i tua olu ula.
5 Naputa onwei dika ene n'aka *onye nta*,
Dika nnunu azi n'aka ogbu-nnunu.

6 Jeku danda, ngi onye ọbọ̀;

Digitized by Google

Nene uzọ-ya-ga, nwe azi amamife :
7 Nke nenwerọ onye isi,
Ma-ọbu onye nene ya anya, ma-ọbu onye nacinu,
8 Ma ọnakwadebe nni-ya n'ọkọci,
Nekpokọba azi ife olili ya n'ọge owuwe nni.
9 Ogonogo ọge one ka igedina ani, ngi onye ọbọ ?
Kedu mgbe igeji si n'ula-i binie ?
10 Nwantinti ula *kwu*, nwantiti itu-olu-ula,
Nwantinti ikpakọba aka idina ani :
11 Nfiaru-i ewedakwasi i ka onye npum,
Nkpa-i azi dika nwoke kelu ife-agha.

12 Madu nke neloro elo, madu nke neme ife neloro elo ;
Oji ọnu di ngiligọ akpaghali ;
13 Ọnatabe anya-ya, ọwelu úkwú-ya-ga nekwu okwu,
Welu azi nkpisi-aka-ya nakuzi ;
14 Ofega di-ga n'obi-ya, onezu ajọ ife n'ọge nine ;
Ọnatọpu esemokwu.
15 Nya kpatalu na nuku afufu-ya gabia na ntumade ;
Na ntumade ka agetiwa ya názọ azọ.
16 Uzọ ife isi di nke Jehofa kpọlu asì ;
Eye, isa nke bu-ga ife alu n'ebe nkpulu-obi-Ya nọ :
17 Anya di-ga enu, na ile así,
Na aka nagbafu ọbala nemerọ ajọ ife ;
18 Na obi nke nezu izuzu neloro elo,
Na ukwu nke di-ga nkọ igbaga n'ajọ ife ;
19 Na onye ama asi nke ume oneku bu sọ asi,

Na onye naku esemokwu n'etiti umu-nna.

20 Nwam, cebe ife nna-i tili n'iwu,
Ajuna iwu nne-i:
21 Fiedo fa mgbe nca n'obi-i,
Kedo fa n'onu-i.
22 Mgbe ineje, ọganedu i;
Mgbe idinalu ani, ọganedebe i;
Mgbe itetalu ula, nke afu ganakpanyelu i nkata.
23 Makana ife etili n'iwu bu ọku-ukpe; iwu bu azi ife;
Nba nke idọ-nti bu-ga uzọ nke ndu:
24 Idebe i ka ipua n'aka ajọ nwayi,
N'aka ile-usọ nke ile onye naburọ nwunye-i.
25 Ka nmá-ya ghalu isọ i n'obi;
Ka mbubolo-anya-ya ghalu ijide i.
26 Makana ọbu maka ifi nwayi nayi ọyi ka eji me ka nwoke nwe sọ ofu nbe-aka nni:
Nwunye nwoke *ọzọ* nacu nta ndu di oke ọnu.
27 Nwoke getinye ọku n'aru-ya,
Ma ákwà-ya amele ọku?
28 Ka-ọbu nwoke gaga n'enu opoto-ọku,
Ma ọku amaru ya n'ukwu?
29 Nyabu na onye nabakulu nwunye madu-ibe-ya;
Amagunye onye ọbuna metulu nwayi afu aka n'onye nemerọ ajọ ife.
30 Madu adeneni onye ori, ma ọbuluna ozulu ori
Ka ọweme ka afọ ju nkpulu-obı-ya mgbe agu nagu ya:
31 Ma ọbuluna afu ya, ọgenyecigha nmaji isa;
Ọgenyesi àkù nine di n'unọ-ya.

Digitized by Google

32 Onye ọbuna yisolu nwayi ọyi enwerọ obi *amamife:*
Onye gemebi nkpulu-obi-ya neme ife afu.
33 Ọnyá na nneni ka ọgafu;
Ameficapu nkpali-ya.
34 Makana ekwolo bu ọnuma nwoke;
Ọmarapu n'ubọsi ọ́bọ̀.
35 Ọmagbanye ife nligba ọbuna;
Nke afọ neju ya, ọbu ezie na iji imelime ife wemari.

7 1 Nwam, debe okwum-ga,
Kpado ife mti-ga-lu n'iwu n'ebe inọ.
2 Debe ife mti-ga-lu n'iwu ka idi ndu;
Iwum azi dika nwantanta anya-i.
3 Fiedo fa na nkpisi-aka-i-ga;
De fa n'enu obi-i.
4 Si amamife, Nginwa bu nwa-nnem;
Kpọ azi nghọta onye imalu ọfuma:
5 Ka fa wedebe i ka ipua n'aka nwayi naburọ nwunye-i.
N'aka onye naburọ nwunye-i nke nekwu ileusọ.
6 Makana na windo nke unọm
Msi n'awala windo nkem nepu anya;
7 Mfu n'etiti umu-ikolọbia,
Ofu okolọbia nenwerọ obi *amamife,*
8 Nagafe ọnu-ilo na nso nkuku-ya,
Ọzọlu *gaba* n'uzọ unọ-ya;
9 Na ci-ojiji, n'anyasi nke ubọsi,
Na ngbaci nke ucici na ọcici.
10 Ne, ofu nwayi kwudolu ya
Kelu ekike nwayi nayi ọyi, di azi aghughọ n'obi-ya.
11 Nwayi afu nakpọtu nkpọtu neme isi ike;

Ukwu-ya adanọ be-ya:
12 Kita ọnọ n'ilo-ga, kita n'ọnu-ilo-ga,
Nece anwu na nkuku ọbuna.
13 Ọwenwude ya, susue ya ọnu.
Welu iru ifele nadirọ si ya:
14 Ife àjà ndokwa di-ga n'akam;
Tata akwugom ife mkwelu na nkwa di-ga nsọ.
15 Nya kpatalu mji puta ka mzuta i,
Nacọsi iru-i ike, mwefu i.
16 Agbabagom ákwà ngbaba n'àkwàm,
Ákwà tulu agwa nke owulu Ijipt.
17 Efewusagom n'àkwà-edinam
Mua, na alos, na sinamon.
18 Bia, ka afọ ju ayi n'iyi-ọyi genye n'ututu;
Ka ayi welu ifu-n'anya me ife nasọ ayi usọ.
19 Makana dim anọrọ n'unọ,
Ọjelu ogonogo ije:
20 Obu akpa ego n'aka-ya;
Ọganata na ndọzu ọnwa.
21 Ọwelu imelime ulà-ya lafue ya,
N'ikwu ile-usọ nke egbugbele-ọnu-ya owenu-fue ya.
22 Osobe ya-fu na ntumade,
Dika efi si eje n'ebe ogbugbu,
Ma-ọbu dika *onye nọ n'*ọgbiligba *si eje* inata idọ-nti nke onye nkafie;
23 Genye na mgbe ufele geji gbapu imeju-ya
Dika nnunu si eme ngwa eje n'ọnyà,
Náma na ife afu bu maka ndu-ya.
24 Nyabu, umum, nulunu onum,
Ña-azi-nu nti n'okwu di-gam n'ọnu.
25 Ka obi-i ghalu ilọgọnye n'uzọ-ya-ga,
Akpafuna n'ọkpu-uzọ-ya-ga.

Digitized by Google

26 Makana ọkwatugo imelime ndi emetalu ọnya :
Eye, ndi nine ogbulu egbu rili agadaga nne.
27 Unọ-ya bu uzọ Ṣeol,
Nagbada n'ime-unọ-ga nke ọnwu.

8 1 Amamife akpọrọ nkpu,
Nghọta ewenitarọ onu-ya ka ?
2 N'isi ebe di-ga enu n'ikpele uzọ,
N'abu-uzọ-ga, ka ọkwu ;
3 N'akuku ọnu-uzọ-ilo-ga, na nbata obodo,
Na nbata ọnu-uzọ-ga, ọnakpọsi nkpu ike :
4 Ọbu unu, madu, ka mnakpọku ;
Onum naraku azi umu madu.
5 Unu ndi nenwerọ uce, ghọtanu uce ;
Unu ndi nsọkwu azi, nwenu obi nghọta.
6 Nulunu, makana agamekwu isi ife-ga ;
Isaghe egbugbele-ọnum gabu ife kwu-ga ọtọ.
7 Makana ọnum gekwu ezi-okwu ;
Ife ọjọ bu ife alu n'egbugbele-ọnum-ga.
8 Okwu ọnum nine bu ezi omume ;
Ọnwerọ ife ọbuna gbagọlu agbagọ ma-ọbu ife
sifielu uzọ nime fa.
9 Fa nine kwulu onye ghọtalu ekelesu,
Kwulu azi ọtọ n'anya ndi fulu ife ọmuma.
10 Nalu idọ-nti nkem, kama ọna-ọca ;
Na ife ọmuma kama ọna-edo aroputalu
aroputa.
11 Makana amamife ka rubi nma ;
Ife nine nasọ usọ ọnwerọ nke ageji tunyelu
ya.
12 Munwa amamife emego ka uce bulu ebe-
obibim,
Mfu azi ọmuma ife izuzu.
13 Egwu Jehofa bu ikpọ ajọ ife asi :

Digitized by Google

Ngala, na nbuni, na ajọ uzọ,
Na ọnu ofega, ka mkpọlu asì.
14 Alo bu nkem, na izube-ife
Munwa bu nghọta; enwelum ike.
15 Ndi-eze nesite nam eci,
Ndi-isi *nesite nam* atọ ezi omume.
16 Ndicie nesite nam aci,
Ndi amalu afa-fa azi, *bú* ndi ikpe nine nke uwa.
17 Munwa fulu ndi fulum n'anya n'anya;
Ndi nacọsi-azim ike gacọtam.
18 Akù na otuto di n'akam;
Eye, àkù ọkpu na ezi omume.
19 Nkpulum ka ọna-edo nma, eye, ọka ọmalica ọna-edo *nma;*
Ife masilim ka ọna-ọca arọputalu arọputa *nma.*
20 Anameje n'uzọ ezi omume,
N'etiti ọkpu-uzọ-ga nke ikpe:
21 Ka mweme ka ndi fulum n'anya lita ife n'ùkwù,
Ka mwekwajue azi unọ-àkù-fa.
22 Jehofa nwem dika nbido uzọ-Ya,:
Tupu ọlu-Ya-ga nke gbo.
23 Ecilim isi sitena ebe-ebe, sitena nbido,
Tupu uwa adi.
24 Ka ogbu mili nadirọ-ga, amuputagom;
Ka isi-iyi mili julu nadirọ-ga.
25 Tupu atọ ntọ-ani ugwu-ga,
Tupu *amuputa* ngongo-ga amuputagom:
26 N'ebe Ọnekerọli uwa, ma-ọbu ọzala-ga,
Ma-ọbu nbido nke uzuzu ani nine.
27 Mgbe Oji dozie enu-igwe-ga, munwa nọfu n'ebe afu:

Digitized by Google

Mgbe Oji karube iru ogbu mili okilikili:
28 Mgbe Oji me ka ígwé sie ike n'enu:
Mgbe eji me ka isi-iyi-ga nke ogbu mili sie ike:
29 Mgbe Oji kpalu orimili nnu oke-ya,
Ka mili ghalu iñefega *okwu*-ọnu-Ya:
Mgbe Oji ka ntọ-ani uwa;
30 Munwa nọnyelu Ya, *dika* onye nezuputa ife:
Mbulu azi ife-usọ-*Ya* kwada,
Negwuli egwu kwada n'iru Ya;
31 Negwuli egwu n'ani nine nke uwa-Ya;
Ife nasọm bulu n'ebe umu madu nọ.
32 Nyabu, umum, nulunu onum:
Makana añuli nadili ndi nedebe uzọm-ga.
33 Nulunu idọ-nti, ka unu wenwe amamife,
Ajukwananu ya.
34 Añuli nadili madu nke nanu onum,
Nece nce da n'ọnu-uzọ-ilom-ga,
Nege n'ide nke ọnu-uzọm-ga.
35 Makana onye nacọtam nacọta ndu,
Ọganata iru-ọma n'aka Jehofa.
36 Ma onye nemem njọ neme nkpulu-obi-ya ife-ike:
Ndi nine nakpọm asi nafu ọnwu n'anya.

9 1 Amamife alugo unọ-ya,
Ọwaputago ide isa ya:
2 Ogbusigo ife-ogbugbu-ya; otigwago manya-ya;
Odozigo azi tebel-ya.
3 Ozipugo umu-agbọ-ya, ọnakpọ
N'enu ebe dikalisili enu nke obodo,
4 Onye ọbuna nenwerọ uce, ka ọbata n'ebea:
Onye nenwerọ obi *amamife*, amamife nasi ya,
5 Bianu, lienu nnim ọnwọ,

Digitized by Google

La-azi-nu manya mtigwalu ọnwọ.
6 Rapunu *ama-ife*, unu ndi nenwerọ uce, ka unu di ndu;
Naganu n'uzọ nghọta.

7 Onye nke nadọ onye akaje nti newetalu onweya nneni:
Onye nabalu onye ọjọ nba *nebo* onweya ọlu.
8 Abanalu onye akaje nba, maka ọkpọ i asì:
Balu onye amamife nba, na ọgafu i n'anya.
9 Nye onye amamife *nmuta*, na ọgenwewanye amamife:
Me ka onye ezi omume malu ife, na nmutaya gabawanye.
10 Egwu Jehofa bu nbido amamife:
Ima Onye di Nsọ bu nghọta.
11 Makana ubọsi-i gabawanye sitena akam,
Arọ ndu-i gabawanye.
12 Ọbuluna inwelu amamife, inwetalu onwei amamife:
Ọbulu azi na ineme akaje, sọsọ i gebu ya.

13 Nwayi nsọkwu nakpọtu nkpọtu;
Ọnwerọ uce, nke ọnama ife ọbuna.
14 Ọnanọ n'ọnu-uzọ be-ya,
N'enu ọce n'ebe di-ga enu nke obodo,
15 Ka ọnakpọku ndi nagafe n'uzọ.
Ndi naga ekelesu n'uzọ-fa-ga,
16 Onye nenwerọ uce, ka ọbata n'ebea:
Onye nenwerọ obi *amamife*, nwayi afu nasi ya,
17 Mili nzuta nasọ usọ,
Nni *elili* na nzuzo anasọka.
18 Ma nwoke afu amarọ na ndi nadirọ ndu nọ n'ebe afu;

Digitized by Google

Na ndi ọkpọbatalu nọ n'ogbu Ṣeol.

10 1 Inu nke Solomon tu-ga-lu.

Nwa nwelu amamife neme ka nna-ya ṅulia aṅuli:
Ma nwa di nsọkwu nabulu nne-ya uru.
2 Àkù ife ọjọ adaba n'ife:
Ma ezi omume nanaputa n'ọnwu.
3 Jehofa amekwe ka agu gugbue nkpulu-obi onye ezi omume:
Ma Ọnakwapu agu njọ nke ndi ọjọ.
4 Onye nalu ọlu ọ́bọ̀ nagbaba onweya aka:
Ma aka ndi di nkọ neme *ka fa bue* ọgalanya.
5 Onye nekpokọba n'ọkọci bu nwa mutalu ife:
Ma onye nala ula n'owuwe nni bu nwa neweta ifele.
6 Ngọzi di-ga n'isi onye ezi omume:
Ma ife-ike nekpuci ọnu ndi ọjọ.
7 Nceta *aneceta* onye ezi omume bu ife ngọzi:
Ma afa ndi ọjọ gele ule.
8 Ndi nwelu amamife n'obi ganata ife eti-ga-lu n'iwu:
Ma onye nkafie n'egbugbele-ọnu ka agakwatu.
9 Onye neje n'izu-oke neje na ncekwube:
Ma agama onye uzọ-ya di ngiligọ.
10 Onye negbu n'iku neweta ife nwuta:
Ma onye nkafie n'egbugbele-ọnu ka agakwatu.
11 Ọnu onye ezi omume bu isi-iyi ndu:
Ma ife-ike nekpuci ọnu ndi ọjọ.
12 Ikpọ-asi nakpani esemokwu:
Ma ifu-n'anya nekpuci njefie nine.
13 Anafu amamife n'egbugbele-ọnu onye nghọta:

Ma itali dili azu onye nenweroọ obi *amamife.*
14 Ndi amamife nakpado ife ọmuma:
Ma ọnu onye nkafie nabufu nbibi.
15 Àkù ọgalanya bu obodo sili ike ya:
Nbibi nke ndi nenweroọ ike bu nfiaru-fa.
16 Ọlu onye ezi omume neweta ndu;
Nmasi onye ọjọ neweta njọ.
17 Ọbu uzọ ndu bu onye nedebe idọ·nti:
Ma onye naju nba nedufu edufu.
18 Onye nekpuci ikpọ-asì nwelu egbugbele-ọnu así;
Onye negosi azi ife nkpali onye afu bu onye nsọkwu.
19 N'imelime okwu agharọ ifu njefie:
Ma onye jidelu egbugbele-ọnu-ya neme dika onye mutalu ife.
20 Ile onye ezi omume di *ka* ọna-ọca arọtalu arọta:
Obi ndı ọjọ bu ife nkiti:
21 Egbugbele-ọnu onye ezi omume nazu ọtutu:
Ma ndi nkafie nanwu maka énwé obi *amamife.*
22 Ngọzi Jehofa, nke afu nebu madu,
Odetinyelu ya ife nwuta.
23 Ọnadi onye nsọkwu ka egwú bú ime ajọ ife ezubelu:
Nọfu azi ka amamife nadili nwoke nwelu nghọta.
24 Egwù onye ọjọ, nke afu gabiakwasi ya:
Agenye azi ndi ezi omume ife fa nacọ.
25 Dika nuku ifufe si efena, nọfu ka onye ọjọ si wenọdebe:
Ma onye ezi omume nabu ntọ-ani ebe-ebe.

26 Ka manya gbakalu agbaka *si adi* n'ezé, ya na
ka anwulu *si adi* n'anya,
Nọfu ka onye ọbọ si adili ndi nezi ya ozi.
27 Egwu Jehofa natukwasi ubọsi *na ndu madu:*
Ma arọ-ga nke ndi ọjọ ka agebe nkenke.
28 Atumanya ndi ezi omume *gabu* aṅuli:
Ma ncekwube ndi ọjọ gana n'iyi.
29 Uzọ Jehofa bulu ndi zulu oke ebe sili ike;
Ma ọnabulu ndi nalu ife neloro elo nbibi.
30 Amewepu onye ezi omume ebe-ebe.
Ma ndi ọjọ amebi n'uwa.
31 Ọnu onye ezi omume nami amamife *dika*
nkpulu:
Ma agebepu ile ofega.
32 Egbugbele-ọnu onye ezi omume malu ife nasọ
usọ:
Ma ọnu ndi ọjọ *nekuu* ife ofega.

11 1 Ǹmà nligbu bu ife alu n'anya Jehofa:
Ma ife òsìsì zulu ezu nasọ Ya usọ.
2 Ngala bia, nneni abia:
Ma amamife nadinyelu ndi ume-ani.
3 Izu-oke nke ndi kwu ọtọ ganedu fa:
Ma uzọ ngiligọ nke ndi aghughọ gemebi fa.
4 Àkù adaba elele n'ubọsi iwe:
Ma ezi omume nanaputa *madu* n'ọnwu.
5 Ezi omume onye zulu oke geme ka uzọ-ya
kwulu ọtọ:
Ma onye ọjọ gada sitena ife-ọjọ-ya.
6 Ezi omume ndi kwu ọtọ ganaputa fa:
Ma ndi naghọ aghughọ ka agejide n'agu-njọ-fa.
7 Mgbe madu ọjọ nwurulu, ncekwube-*ya* ana
n'iyi.
Atumanya ajọ ife ana azi n'iyi.
8 Anadọputa onye ezi omume na nkpa,

Google

Onye ọjọ anọcie anya ya.
9 Onye lulu alu neji ọnu emebi madu-ibe-ya:
Ma agesi n'ife ọmuma wenaputa onye ezi omume.
10 N'ọdi-nma ndi ezi omume, obodo anyaba isi:
Ndi ọjọ na n'iyi, akpọba nkpu *anuli.*
11 Sitena ngọzi nke ndi kwu ọtọ ka eji ebuni obodo:
Ma ọnu ndi ọjọ nākwatu ya.
12 Onye nenili madu-ibe-ya enwerọ obi *ama-mife:*
Ma onye nwelu nghọta nedebe ọnu-ya du.
13 Onye bu obu-asi-eje-ọgbe nekpughe alo nzuzo:
Ma onye mọ-ya kwesili ncekwube nekpuci okwu.
14 Ebe ndumọdu nadirọ, ndi afu nada ada:
Ma nzọputa di n'ebe ndi alo rili nne.
15 Onye nọgolu ọbia na mbe gata afufu:
Ma onye kpọlu ndi nanalu aka asì di nce-kwube.
16 Nwayi namu amala jisi otuto ike:
Ndi di egwu nejisi àkù ike.
17 Onye di afọ-ọma neme nkpulu-obi-ya ezi ife:
Ma onye neme ife-ike nesogbu ulu-aru-ya.
18 Onye ọjọ naluta ego así:
Ma onye nagha ezi omume ugwọ kwesili nce-kwube.
19 Onye jisili ike n'ezi omume *gelu* na ndu:
Onye nacu ajọ ife *gelu* ọnwu onweya *aru.*
20 Ndi obi-fa gbagọlu agbagọ bu ndi alu n'anya Jehofa:
Ma ndi zulu oke n'uzọ-*fa* ka ife-fa nasọ Ya.
21 *Ọbu ezie na agekoko* aka n'aka, amagunye ajọ madu n' onye nemerọ ajọ ife:

Digitized by Google

Ma ageme ka nkpulu ndi ezi omume pua ya.
22 *Dika* mgbaka ọna-edo n'imi ezì,
Ọbu nọfu ka nwayi malu nmá nke purukalu n'imata-ife *si di.*
23 Ọcicọ ndi ezi omume nabu sọ ezi ife:
Ma atumanya ndi ọjọ bu iwe.
24 Ọnwelu nke naghasa aghasa, ma ọnabawa-nyelili;
Ọnwe-azi-li nke nazọdo azọdo kalia nke kwu ọtọ, ma *onedusi* sọ na nkpa.
25 Nkpulu-obi nagọzinu ka ageme ka ọnwe abuba:
Onye neme ka afọ neju *ndi ọzọ* ageme ka afọ ju ya n'onweya.
26 Onye zọdolu ọka, ọra gabu ya ọnu:
Ma ngọzi gadi n'isi onye nele ya.
27 Onye nacọsi ezi ife ike nacọ iru-ọma:
Ma onye neso ajọ ife, ife afu gabiakute ya.
28 Onye cekwubelu àkù-ya onye afu gada:
Ma onye ezi omume gepu dika akwukwọ ndu.
29 Onye nesogbu unọ-be-ya gelita ifufe n'ùkwù:
Onye nkafie gabu azi orù onye ji amamife n'obi.
30 Nkpulu onye ezi omume bu osisi *nenye* ndu;
Onye amamife nadọta *ọtutu* nkpulu-obi.
31 Ne, agakwu onye ezi omume ugwọ n'uwa:
Agharọzi ikwu onye ọjọ na onye njọ!

12 1 Onye fulu idọ-nti n'anya fulu ife ọmuma n'anya:
Ma onye kpọlu nba asì bu anu ọfia.
2 Ezigbo madu ganata iru-ọma n'aka Jehofa:
Ma nwoke nezu ajọ izuzu ka Ọgama ikpe.
3 Ameme ka madu kwusie ike sitena ife ọjọ:

Ma ameropu nkpọlọgwugwu ndi ezi omume.
4 Nwayi neje ekelesu bulu di-ya okpu-ezè :
Ma nwayi neme ife ifele di ka ule n'ọkpukpu *di*-ya.
5 Izuzu ndi ezi omume bu-ga ikpe :
Ma ndumọdu ndi ọjọ bu-ga aghughọ.
6 Okwu ndi ajọ madu bu-ga ice anwu ọbala :
Ma ọnu ndi kwu ọtọ ganaputa fa.
7 Akwatue ndi ọjọ, afụdebe fa :
Ma ọnu ndi ezi omume gakwulu.
8 Ageto nwoke ka nmuta-ya si di :
Ma onye nwelu obi ngiligọ ka ageneni.
9 Ọka nma bú onye aneneni, nwelu odibo :
Kama onye nenye onweya otuto, nenwerọ nni.
10 Onye ezi omume nama ndu anumanu-ya :
Ma ebele ndi ọjọ bu ime ife-ike.
11 Onye nalu ugbo-ya afọ geju ya na nni :
Ma onye neso *ife* neloro elo enwerọ obi *ama-mife.*
12 Onye ọjọ nacọ ọnyà ndi ajọ madu :
Ma nkpọlọgwugwu ndi ezi omume nami *nkpulu,*
13 Na njefie egbugbele-ọnu ka ọnyà ajọ madu di :
Ma onye ezi omume gaputa n'afufu.
14 Afọ geju madu n'ezi ife sitena nkpulu nke ọnu-ya :
Ife nke aka madu lutalu ka agenyecigha ya.
15 Uzọ onye nkafie nakwu ya ọtọ n'anya :
Ma onye amamife nanu alo.
16 Anamafù ife nwuta onye nkafie :
Ma onye nwelu uce nekpuci ife nneni.
17 Onye ume oneku bu *sọ* ezi-okwu negosi ezi omume,

Digitized by Google

Ma onye ama así *negosi* aghugho.
18 Onwelu onye nekwu okwu nélóbú élóbúlú dika adulu nmà:
Ma ile ndi amamife bu ozizo.
19 Egbugbele-onu nke ezi-okwu gesi ike okpu:
Ma ile okwu así nano so nwa-nkpilikpi oge.
20 Aghugho nadi n'obi ndi nezu ajo ife:
Ma anuli nadili ndi nara alo ndokwa.
21 Onwero ife neloro elo obuna gadakwasi onye ezi omume:
Ma ndi ojo gejuputa n'ajo ife.
22 Egbugbele-onu okwu asi bu alu n'ebe Jehofa no:
Ma ife ndi neme ezi-okwu naso Ya.
23 Madu nwelu uce nekpuci ife omuma:
Ma obi ndi nsokwu nekwusa ife nkafie.
24 Aka ndi di nko gaci:
Ma onye òbò ka agetinye n'okpulu olu itututu.
25 Ncekasi n'obi madu neme ka orulu;
Ma ezigbo okwu neme ka onulia.
26 Onye ezi omume nebululu madu-ibe-ya uzo:
Ma uzo ndi ojo nedufu fa.
27 Onye òbò adaruba ife ocutalu na nta:
Ma àkù madu nke di oke onu *bu idi* nko.
28 Ndu di n'uzo ezi omume;
Onwu adiro n'okpu-uzo-ya.

13 1 Nwa nwelu amamife *nanu* ido-nti nnaya:
Ma onye akaje adanu nba.
2 Madu geli ezi ife sitena nkpulu nke onuya:
Ma nkpulu-obi ndi aghugho *geli* ife-ike.
3 Onye nece onu-ya nce nedebe ndu-ya:

Google

Ma onye nasaghepu egbugbele-ọnu-ya nbibi gadili ya.
4 Nkpulu-obi onye ọbọ̀ nacọ, ma ọdenwe ife:
Ma nkpulu-obi ndi di nkọ gama abuba.
5 Onye ezi omume nakpọ okwu así asì:
Ma onye ọjọ nesi ísì, ewemenye ya ifele n'iru.
6 Ezi omume nece onye zulu oke n'uzọ-ya:
Ma ife ọjọ naghakpu *onye* njọ.
7 Ọnwelu onye neme onweya ọgalanya, ma ọnwerọ ife:
Ọnwelu nke nagbaba onweya aka, ma ọnwe nuku àkù.
8 Ngbaputa ndu madu bu ọ́kù-ya:
Ma onye gba aka adanu nba.
9 Ìfè ndi ezi omume nañuli añuli:
Ma agemenyu ọku ndi ọjọ.
10 Sọ inu-ọgu naputa na ngala:
Ma ndi aranyelu alo nenwe amamife.
11 Àkù enwelu na nkiti gebenata:
Ma onye ji aka kpokọba gabawanye.
12 Iburuka ife anatu anya nemebi obi:
Ma ife anadọlu akpili bia, ọbulu osisi *nenye* ndu.
13 Onye nenili okwu nemebi onweya:
Ma onye natulu ife etili n'iwu egwu onye afu ka agakwu ugwọ.
14 Iwu onye amamife bu isi-iyi nke ndu,
Isi n'ọnyà nke ọnwu puruka.
15 Ezigbo nmuta namu amala:
Ma uzọ ndi aghughọ di ntulu.
16 Onye ọbuna nwelu uce ji amamife alu ọlu:
Ma onye nsọkwu nagbasa nkafie.
17 Ajọ onye ozi nadaba n'ajọ ife:
Ma ukọ kwesili ncekwube bu ọzizọ.

Digitized by Google

18 Igbaba-aka na nneni *gadili* onye naju idọ-
nti:
Ma onye nariba nba ama ka agenye otuto.
19 Ife anadọlu akpili me ọnasọ nkpulu-obi usọ:
Ma ọbulu ndi nsọkwu ife alu ipuruka n'ajọ
ife.
20 Jesobe ndi amamife, na igenwe amamife:
Ma ọyi ndi nsọkwu ka agetili.
21 Ajọ ife nacu ndi njọ:
Ma ageji ezi ife kwu ndi ezi omume ugwọ.
22 Ezigbo madu ka umu umu-ya nelita ùkwù:
Ma àkù onye njọ ka anakpadolu onye ezi
omume.
23 Imelime ife olili *nadi n'* ugbo ndi-ọgbenya:
Ma ọnwelu nke anana n'iyi sitena ajọ ikpe.
24 Onye werukalu itali-ya kpọlu nwa-ya asì:
Ma onye fulu ya n'anya nadọ ya nti gbo.
25 Onye ezi omume neliju nkpulu-obi-ya:
Ma afọ ndi ọjọ amafu nni:

14 1 Nwayi ọbuna nwelu amamife nalu unọ-
ya:
Ma nwayi nkafie neji aka-ya akpukpọ ya.
2 Onye neje ije n'ikwu-ọtọ-ya natu egwu Jehofa:
Ma onye uzọ-ya di ngiligọ nenili Ya.
3 Ome ngala nadi n'ọnu onye nkafie:
Ma egbugbele-ọnu ndi amamife gedebe fa.
4 Ebe efi nadirọ, ka agbuke nadi ọca:
Ma imelime nmasi nesite n' ike efi.
5 Onye ama kwesili ncekwube amasi asi:
Ma ume onye ama así neku bu *sọ* así.
6 Onye akaje nacọ amamife, ma ọdafu ya:
Ma ife ọmuma nadili onye nwelu nghọta
ọfele.
7 Jedebe nso onye nsọkwu,

Digitized by Google

Imafu egbugbele-ọnu ife ọmuma.
8 Amamife onye nwelu uce bu ighọta uzọ-ya :
Ma nkafie ndi nsọkwu bu aghughọ.
9 Ndi nkafie namu ikpe-ọmuma amu :
Ma iru-ọma nadi n'etiti ndi kwu ọtọ.
10 Ọbi nama inu onweya ;
Ọbia adetinye aka n'aṅuli-ya.
11 Agaghakpu unọ ndi ọjọ :
Ma ikwu onye kwu ọtọ gabawanye.
12 Uzọ di nke nakwu madu ọtọ n'anya,
Ma isi-njedebe-ya bu uzọ-ga nke ọnwu.
13 Obi neru uru ọbunadu n'imu-amu ;
Isi-njedebe aṅuli bu uru.
14 Onye dacighalu azu n'obi afọ geju ya n'uzọ-ya-ga :
Afọ geju ezi madu sitena onweya.
15 Onye nenwerọ uce nekwe okwu nine :
Ma onye nwelu uce naghọta ije-ukwu-ya.
16 Onye amamife natu egwu, si n'ajọ ife puruka :
Ma iwe onye nsọkwu nagbọni agbọni, ojide azi ncekwube.
17 Onye newe iwe ọsisọ geme ife nkafie :
Anakpọ azi onye ajọ izuzu asì.
18 Ndi nenwerọ uce nelita ife nkafie n'ùkwù :
Ma anekpube ndi nwelu uce ife ọmuma.
19 Ndi ajọ madu nesekpulu ndi ezi madu ;
Ndi ọjọ *nesekpulu* n'ọnu-uzọ ndi ezi omume.
20 Ọbunadu onye-agbata-obi ọgbenya nakpọ ya asì :
Ma ọgalanya nenwe imelime nafu ya n'anya.
21 Onye nenili madu-ibe-ya melụ njọ :
Ma onye melu ndi ebudalu ebuda ebele, aṅuli nadili ya.

Digitized by Google

22 Fa amejefie bu ndi nezu ajọ ife ka ?
Ma afọ-ọma na ezi-okwu *gadili* ndi nezu ezi ife.
23 Elele di n'àkànyà nine :
Ma okwu egbugbele-ọnu *nedusi* sọ na nkpa.
24 Okpu-ezè ndi amamife bu àkù-fa :
Ma nkafie ndi nsọkwu bu *sọ* nkafie.
25 Onye ama nke nekwu ezi-okwu nanaputa nkpulu-obi :
Ma onye ume oneku bu *sọ* así *nagho* aghugho.
26 Ncekwube di ike di n'egwu Jehofa :
Umu-Ya genwe ebe ngbaba.
27 Egwu Jehofa bu isi-iyi nke ndu,
Isi n'ọnyà-ga nke ọnwu puruka.
28 Ebube ezè nadi n'uba ndi-ya :
Ma nbibi onye-isi nadi n'ukọ madu.
29 Onye nadewe iwe ọsisọ nwelu nuku nghọta :
Ma onye nwelu obi ọku nebuni nkafie.
30 Obi azọlu azọ bu ndu aru :
Ma ekwolo bu ule ọkpukpu-ga.
31 Onye nakpagbu onye nenwerọ ike nakpali Onye kelu ya :
Ma onye nemelu ọgbenya ebele nenye Ya otuto.
32 Anenutu onye ọjọ n'ajọ ife-ya :
Ma onye ezi omume nenwe ebe ngbaba n'ọnwu-ya.
33 Amamife nanọ n'obi onye nwelu nghọta :
Ma anama *ife di* n'ime ndi nsọkwu.
34 Ezi omume nebuni mba :
Ma njọ nabulu ndi ọbuna ife ifele.
35 Ezè nafu odibo neme dika onye mutalu ife iru-ọma :
Ma iwe-ya gadakwasi onye neme ife ifele.

15 1 Iza aziza nwayọ newepu ọnuma :
Ma okwu nwuta nakpani iwe.
2 Ile onye amamife nekwuwuzo ife ọmuma :
Ma ọnu ndi nsọkwu nerupu nkafie.
3 Anya Jehofa di-ga n'ebe ọbuna,
Nece nce ndi ajọ madu na ndi ezi madu.
4 Ọzizọ nke ile bu osisi *nenye* ndu :
Ma *ọbuluna* uzọ ngiligọ di ya ọbu itiwa obi.
5 Onye nkafie neneni idọ-nti nna-ya :
Ma onye nariba iba-nba ama genwe uce.
6 N'unọ onye ezi omume ka imelime àkù nadi :
Ma nsogbu nadi n'ife masili onye ọjọ.
7 Egbugbele-ọnu ndi amamife nagbasa ife ọmuma :
Ma obi ndi nsọkwu ademe nọfu.
8 Àjà ndi ọjọ bu ife alu n'ebe Jehofa nọ :
Ma ekpelu ndi kwu ọtọ bu ife nasọ Ya usọ.
9 Uzọ ndi ọjọ bulu Jehofa ife alu :
Ma Ọnafu onye neso ezi omume n'anya.
10 Ajọ idọ-nti dili onye rapulu uzọ :
Onye kpọlu nba asì ganwu.
11 Ṣeol na Ebe-nbibi di n'iru Jehofa :
Ḳezi ka obi umu madu manesi di n'iru Ya !
12 Ọdasọ onye akaje ka abalu ya nba :
Ọmejeku ndi amamife.
13 Obi anuli neme ka iru di nma :
Ma ife nwuta nke obi netitu mọ *nke madu.*
14 Obi onye nwelu nghọta nacọ ife ọmuma :
Ma ọnu ndi nsọkwu nata nkafie.
15 Ubọsi nine nke onye ebudalu ebuda jọlu njọ :
Ma onye nwelu ezi obi neli olili mgbe nca.

Digitized by Google

16 Ọka nma inwe nwa-ntinti tinyelu egwu Jehofa,
Kama nuku àkù ma ikpọ-aghala adi ya.
17 Ọka nma bu nni *anyasi nke bu sọ* nkpa-akwukwọ ebe ifu-n'anya di,
Kama ili anu efi azulu ngbuli ma ikpọ-asi adi ya.
18 Madu ọnuma nakpani esemokwu :
Ma onye nadewe iwe ọsisọ neme ka ọgù julu.
19 Uzọ onye ọbọ̀ di ka ogige eji ogwu gba :
Ma uzọ ndi kwu ọtọ ka aneme uzọ akwanili akwani.
20 Nwa nwelu amamife neme ka nna-ya ṅulia aṅuli :
Ma madu nsọkwu neneni nne-ya.
21 Nkafie bulu onye nenwerọ obi *amamife* aṅuli :
Ma madu nwelu nghọta neme ka ije-ya kwulu ọtọ.
22 Ebe alo nadirọ, ka anezusa izuzu :
Ma sitena imelime ndi alo ka fa nakwusi ike.
23 Madu nenwe aṅuli n'aziza ọnu-ya :
Okwu *ekwulu* n'ọge-ya, nedu ka osi ma nmá !
24 N'ebe ndi mutalu ife nọ uzọ ndu *narọgo* enu,
Ka ọwepurukalu Ṣeol di n'okpulu.
25 Jehofa geropu unọ ndi ngala :
Ma Ọgeme ka okè-ani ajadu kwusie ike.
26 Ajọ izuzu bu-ga ife alu n'ebe Jehofa nọ :
Ma okwu usọ nadi-ga ọca.
27 Onye akpili nacọ sọ elele nesogbu unọ-ya :
Ma onye kpọlu ili-ngo asì gadi ndu.
28 Obi onye ezi omume nelo aziza :

Google

Ma ọnu ndi ọjọ nerupu ajọ ife-ga.
29 Jehofa nọtelu ndi ọjọ aka:
Ma Ọnanu ekpelu ndi ezi omume.
30 Ife nke nenye anya ìfè neme ka obi ṅulia aṅuli:
Inu ezi ife neme ka ọkpukpu ma abuba.
31 Nti nke nanu onu nba nke ndu
Ganọ n'etiti ndi amamife.
32 Onye naju idọ-nti neme izize nkpulu-obi-ya:
Ma onye nanu nba ganata obi *amamife.*
33 Egwu Jehofa bu idọ-nti amamife;
Ume-ani nebu otuto uzọ.

16 1 Nkwadebe obi dili madu:
Ma aziza ile sitelu n'aka Jehofa.
2 Uzọ nine nke madu nadi ya ọca n'anya:
Ma Jehofa naciga mọ *madu nine.*
3 Ralu omume-i-ga nye n'aka Jehofa,
Na ageme ka izuzu-i-ga kwusie ike.
4 Jehofa kelu ife nine maka ife Ozubelu:
Eye, ọbuna onye ọjọ maka ubọsi ajọ ife.
5 Onye ọbuna obi-ya di enu bu ife alu n'ebe Jehofa nọ:
Ọbu ezie na agekokọ aka n'aka, amagunye ya n'onye nemerọ ajọ ife.
6 Sitena afọ-ọma na ezi-okwu ka eji kpuci njọ:
Sitena egwu Jehofa ka madu napurukalu ajọ ife.
7 Mgbe uzọ madu sọ-ga-lu Jehofa,
Ọneme ọbuna ndi-ilo-ya ka fa na ya di na ndokwa.
8 Ọka nma inwe nwantinti nyelu ezi omume
Kama nuku ife nmasi nyelu ajọ ikpe.

Google

9 Obi madu nezụputa uzọ-ya:
Ma Jehofa nedozi ama-ukwu-ya.
10 Okwu nefierọ uzọ nadi n'egbugbele-ọnụ ezè:
Ọnụ-ya amemefie n'ikpe.
11 Ife nsi-ama na ṅmà kwu ọtọ bu nke Jehofa:
Ife òsìsì nine di n'akpa bu ọlu-Ya.
12 Ọbulu ndi-eze ife alu ime ife ọjọ:
Makana ọbu n'ezi omume ka emelu ka ukpo kwusie ike.
13 Egbugbele-ọnụ ezi omụme bu ife nasọ ndi-eze;
Fa nafu azi onye nekwu okwu kwu ọtọ n'anya.
14 Ọnụma ezè di *ka* ndi ozi ọnwu:
Ma nwoke nwelu amamife gekpuci ya.
15 Ndu nadi n'ìfè nke iru ezè;
Iru-ọma-ya di ka ulukpu mili ọzizọ ikpe-azụ.
16 Ifugodu ka osi ka nma inata amamife kama ọna-edo!
Eye, inata nghọta ka agaralu kama ọna ọca.
17 Uzọ akwanili akwani nke ndi kwu ọtọ bu ipurukalu ajọ ife:
Onye nece uzọ-ya nedebe nkpulu-obi-ya.
18 Ngala ga ntikpọ eso:
Obi di enu ga ọdida eso.
19 Ọka nma inwe obi ume-ani binyelu ndi ebudalu ebuda,
Kama isolu ndi ngala kelu ife akwatalu.
20 Onye ribalu okwu afu ama gafu ezi ife:
Onye cekwube-azi-li Jehofa, aṅuli gadili ya.
21 Ndi amamife n'obi ka agakpọ ndi nghọta:
Usọ egbugbele-ọnụ nabawanye nkuzi.
22 Nmuta bulu onye nwelu ya isi-iyi nke ndu:

Ma idọ-nti ndi nkafie bu nkafie-fa.
23 Obi onye amamife nakuzili ọnu-ya,
Netiwanyelu egbugbele-ọnu-ya nkuzi.
24 Okwu usọ nadi-ga *ka* akpaka-anwu,
Bulu nkpulu-obi ife usọ, bulu azi ife ọzizọ n'ọkpukpu.
25 Uzọ di nke nakwu madu ọtọ n'anya,
Ma isi-njedebe-ya bu uzọ-ga nke ọnwu.
26 Nkpulu-obi onye nadọ àkànyà nadọlu ya;
Makana afọ-ya nenu ya.
27 Madu neloro elo negwuputa ajọ ife:
Ife dika ọku nakpọnwu ife di n'egbugbele-ọnu-ya.
28 Madu ofega nagbasa esemokwu:
Onye ntakwu nekewa ndi ukpa.
29 Onye neme ife-ike nalà madu-ibe-ya,
Me ka ọgaba n'uzọ nadiro nma.
30 Onye nyukwudosili anya-ya ike, *ọbu* ka owezube ife ofega:
Onye macitalu egbugbele-ọnu-ya nemezu ajọ ife.
31 Isi awọ bu okpu-ezè malu nma,
Agafu ya n'uzọ ezi omume.
32 Onye nadewe iwe ọsisọ ka dike nma;
Onye naci mọ-ya kalili onye welu obodo.
33 Anefe nza;
Ma Jehofa nwe nnwude-ya nine.

17 1 Ọka nma ili nwa-ntinti nni ọkpọ-nku néze ndu,
Kama unọ juputalu n'olili ma esemokwu adi ya.
2 Orù neme dika onye mutalu ife gaci nwa madu neweta ife ifele,
Ọgeketa azi ùkwù n'etiti ndi bu umu-nna.

3 Ite eji anuca ife dili ọna-ọca, obo ọku dili ọna-edo:
Ma Jehofa nanwa obi-ga.
4 Onye neme ajọ ife naña nti egbugbele-ọnu neloro elo;
Onye así nege nti ile jọgbulu onweya.
5 Onye neme ọgbenya akaje nakpali Onye kelu ya:
Onye naṅuli aṅuli na nuku afufu amagunye ya n'onye nemero ajọ ife.
6 Umu umu bu okpu-ezè ndi-ikenye;
Otuto umu bu nna-fa.
7 Ọmalica okwu ekwesiro onye nsọkwu:
Kezi ka egbugbele-ọnu así gesi kwesi onye amalu afa-ya.
8 Onyinye di *ka* nkpuma oke ọnu n'anya onye nwelu ya:
Ebe odona iru ọgalu ya:
9 Onye kpudolu njefie naco ifu-n'anya:
Ma onye nekwu ofu okwu nkwunwo nekewa ndi ukpa.
10 Nba nabamikali nime onye nwelu nghọta
Kalia ka ọgu ube itali ise gaba nime onye nsọkwu.
11 Ajọ madu naco sọ inupu isi;
Nyabu na onye ozi neme ife-ike ka agezi medide ya.
12 Ka nwunye bea analu umu-ya kwudo madu,
Kama onye nsọkwu na nkafie-ya.
13 Onye ji ajọ ife akwu ugwọ ezi ife,
Ajọ ife amapu n'unọ-ya.
14 Isi-nbido esemokwu nadi *ka* mgbe madu rusili mili:
Nyabu rapu ọgù, tupu osie ike.

Google

15 Onye nagunye onye ọjọ n'onye ezi omume, na onye nagunye onye ezi omume n'onye ọjọ,
Fa nabọ bulu Jehofa ife alu.
16 Gini melu ego ji di n'aka onye nsọkwu ka owegota amamife,
Ebe ọnenweroọ obi *nghọta?*
17 Ọyi nafu n'anya n'ọge nine,
Amu-azi-li ya dika nwa-nne maka afufu.
18 Madu nenweroọ obi *amamife* nanalu aka,
Ọbulu onye mbe n'iru madu-ibe-ya.
19 Onye fulu inu-ọgu n'anya fulu njefie n'anya:
Onye nebuni ọnu-uzọ-ilo-ya enu nacọ ntikpọ.
20 Onye nwelu obi ngiligọ adafu ezi ife:
Onye nwelu ile nerughali erughali nadaba n'ajọ ife.
21 Onye mulu onye nsọkwu *ji ọmumu afu* ewetalu onweya uru:
Nna onye nsọkwu adenwe aṅuli.
22 Obi aṅuli bu ezigbo ọgwù:
Ma obi etitulu etitu namikọ ọkpukpu.
23 Onye ọjọ neweputa onyinye n'ákwà-*ya*,
Ka owerughalia uzọ ikpe.
24 Amamife di n'iru onye nwelu nghọta:
Ma anya onye nsọkwu di-ga n'ebe uwa jedebelu.
25 Nwa nsọkwu bu ife nwuta n'ebe nna-ya nọ.
Bulu azi nwayi mulu ya ife inu.
26 Ọzọkwasi ili onye ezi omume nra adirọ nma,
Nke ọnadi nma bu iti ndi amalu afa-fa ife maka ikwu-ọtọ-*fa*.
27 Onye nadekwukebe okwu malu ife:
Onye nwelu mọ julu oyi bu madu nwelu nghọta.

Digitized by Google

28 Ọbunadu onye nkafie, ma ọdebe ọnu-ya du,
agunye ya n'onye amamife.
Mgbe okpucili egbugbele-ọnu-ya, *agunye ya*
n'onye nwelu nghọta.

18 1 Onye nekewapu onweya nacọ ife nagu
ya,
Nanuso azi ezigbo izube-ife nine ọgù.
2 Nghọta adasọ onye nsọkwu,
Ọbu sọsọ ka obi-ya gbaba onweya ọtọ.
3 Onye ọjọ bata, nneni abia azi,
Nkpali neso ife ifele.
4 Okwu ọnu madu di-ga *ka* mili di omimi;
Isi-iyi amamife di *ka* mili iyi neru eru.
5 Isọlu onye ọjọ anya adirọ nma,
Nke ọnadi nma iweruka ezi madu n'ikpe.
6 Egbugbele-ọnu onye nsọkwu naba n'ese-
mokwu,
Ọnu-ya nakpọ iti-ife oku.
7 Ọnu onye nsọkwu bu nbibi-ya,
Egbugbele-ọnu-ya bulu-ga nkpulu-obi-ya
ọnyà.
8 Okwu onye ntakwu nadi-ga ka nbe-aka nni
nasọ usọ,
Fanwa nagbada n'ezigbo imelìmè afọ.
9 Ọzọ onye nadejesi ozi ike
Onye afu bu nwa-nne onye isi nbibi.
10 Afa Jehofa bu unọ enu sili ike :
Onye ezi omume nagbaba nime ya, ewedebe
ya n'ebe di enu.
11 Àkù ọgalanya bu obodo-ya sili ike,
Ọdi ya ka aja di enu n'ilolo-ya.
12 Tupu ntikpọ obi madu adi enu,
Ume-ani ga otuto eso.
13 Onye naza okwu tupu ọnu,

Digitized by Google

Nke afu abulu ya nkafie na nkpali.
14 Mọ madu ganado adi-ike-ya;
Ma onye pulu ibu mọ etitulu etitu ebu?
15 Obi onye nwelu nghọta ganata ife ọmuma;
Nti ndi amamife nacọ ife ọmuma.
16 Onyinye madu nakwafolu ya uzọ,
Nedusi ya n'iru ndi nuku madu.
17 Onye bulu isi kpe ọnu-ya *di ka* onye ezi omume;
Ma madu-ibe-ya biazia ogwuputa ani *okwu*-ya.
18 Ǹzà neme ka esemokwu kwusi,
Nekera ndi sili ike.
19 Nwa-nne emefielu *di ntulu ilàku* kama *iwelu* obodo sili ike:
Esemokwu *di-ga nọfu* nadi ka nga nke iga.
20 Afọ madu geju na nkpulu nke ọnu-ya;
Nmasi nke egbugbele-ọnu-ya ka ageji me ka afọ ju ya.
21 Ọnwu na ndu di ilé n'aka;
Ndi fulu ya n'anya geli nkpulu-ya.
22 Onye cọtalu nwunye cọtalu ezi ife,
Jehofa nafu azi ya iru-ọma.
23 Ọgbenya nayọ ayiyọ:
Ma ọgalanya naza n'ike.
24 Onye nenwe *imelime* ọyi *nenwe fa* iwetalu onweya nbibi:
Ma onye nafu n'anya di nanyakudokali nwa-nne.

19 1 Ọka nma bú ọgbenya neje n'izu-oke-ya
Kama onye egbugbele-ọnu-ya di ngiligọ nke bu azi onye nsọkwu.
2 Ọzọ, ọdirọ nma ka nkpulu-obi ghalu inwe ife ọmuma;

Digitized by Google

Onye ukwu-ya nagba ọsọ nesifie *uzọ*.
3 Nkafie madu naghakpu uzọ-ya;
Obi-ya newe iwe emedide Jehofa.
4 Àkù nabawanye imelime ọyi:
Ma anekewapu onye nenwerọ ike n'ọyi-ya.
5 Amagunye onye ama asi n'onye nemerọ ajọ ife;
Onye okwu así bu ume oneku amagbapu.
6 Imelime ganayọ iru-ọma onye neme ọgọ:
Onye ọbuna bu ọyi madu nenye ife.
7 Umu-nna nine nke ọgbenya nakpọ ya asì:
Kezi ka ndi-ọyi-ya manesi nọtelu ya aka!
Oneji okwu acu *fa, ma* fa anago.
8 Onye natalu obi *amamife* fulu nkpulu-obi-ya n'anya:
Onye nedebe nghọta gafu ezi ife:
9 Amagunye onye ama asi n'onye nemerọ ajọ ife;
Onye okwu asi bu ume oneku gana n'iyi.
10 Idi ndu aru èfè ekwesirọ onye nsọkwu;
Kezi ka ogesi kwesi orù ici ndi-isi.
11 Nmuta madu neme ka ọghalu iwe iwe ọsisọ;
Ọbu otuto-ya igbaghalu njefie.
12 Iwe di ọku nke ezè nadi ka uja agaba;
Ma iru-ọma-ya nadi ka igiligi n'enu afifia.
13 Nwa di nsọkwu bu nuku afufu nna-ya:
Esemokwu nwunye bu mili ọtutu natu mgbe nine.
14 Unọ na àkù bu ùkwù nna narapu:
Ma nwunye neme dika onye mutalu ife nesi n'aka Jehofa abia.
15 Ọbọ neme ka madu daba n'oke ula;
Nkpulu-obi nesi ọbọ ka agu gagu.

Google

16 Onye nedebe ife etili n'iwu nedebe nkpulu-obi-ya:
Ma onye neneni uzọ-ya-ga ganwu.
17 Onye melu ọgbenya ebele nezinye Jehofa ife,
Ọgọ-ya ka Ọgakwucigha ya ọzọ.
18 Dọ nwa-i nti, ebe ncekwube di;
Atukwasina obi-i n'ime ka ọnwuru.
19 Onye neko ọnuma gara nra-*ya:*
Makana ọbuluna inaputa *ya*, igemekwasi ya ọzọ.
20 Nulu alo, nalu idọ-nti,
Ka iwenwe amamife ma emesia.
21 Imelime izuzu di n'obi madu;
Ma alo Jehofa, nke afu gakwudo.
22 Ọcicọ madu bu *nsi-ama* afọ-ọma-ya:
Ọgbenya ka onye asi nma.
23 Egwu Jehofa *nedusi* na ndu:
Onye *nwelu ya* ọganọdu afọ eju ya;
Ameji ajọ ife neta ya.
24 Onye ọbọ nasunye aka-ya n'afele,
Ọmewenitazi ya n'ọnu-ya ọzọ.
25 Tie onye akaje, na onye nenwerọ uce gamuta uce:
Balu onye nwelu nghọta nba, *na* ọgaghọta ife ọmuma.
26 Onye melu nna-ya ife-ike, cupu azi nne-ya,
Bu nwa nakpata ifele nemenye ifele n'iru.
27 Nwam, kwusi inu idọ-nti
Ijefie n'okwu-ga nke ife ọmuma.
28 Onye ama neloro elo neme ikpe akaje:
Ọnu ndi ọjọ neno ife neloro elo.
29 Akwadebelu ikpe-ga maka ndi akaje,
Kwadebelu azu ndi nsọkwu iti-ife.

Digitized by Google

20 1 Manya bu onye akaje, ife ọlila di ike bu
onye nakpọtu nkpọtu ;
Onye si nime ya jefie enwerọ amamife.
2 Egwu eze nadi ka uja agaba :
Onye kpasulu ya iwe melu ndu onweya
njọ.
3 Ọbulu madu otuto ipurukalu esemokwu :
Ma onye nkafie ọbuna gananu ọgu.
4 Onye ọbọ amalu ọlu ugbo maka ifi ntumoyi ;
Nyabu na ọgayọ ayiyọ n'ọge owuwe nni,
ọmenwe ife ọbuna.
5 Alo *di* n'obi madu di *ka* mili di omimi ;
Ma madu nwelu nghọta gadọputa ya.
6 Imelime madu gekwusa ebe onye anọna afọ-
ọma-ya :
Ma onye gafu onye kwesili ncekwube ?
7 Onye ezi omume nke neje n'izu-oke-ya,
Aṅuli dili umu-ya geso ya.
8 Ezè onye nọ n'enu ukpo ikpe
Ji anya-ya acusa ajọ ife nine.
9 Onye gasi, Emegom ka obim di ọca,
Awucapugom na njọm ?
10 Ife òsìsì di ice ice, na nsi-ama di ice ice,
Fa nabọ bu ife alu n'anya Jehofa.
11 Ọbunadu nwata neme ka amalu ya sitena
omume-ya-ga,
Ma-ọbu na omume-ya di ọca, ma-ọbu na ọkwu
ọtọ.
12 Nti nanu ife, na anya nafu uzọ,
Jehofa kelu fa nabọ.
13 Afukwana ula n'anya, maka ida ọgbenya ;
Sagba anya-i, *na* nni geju i afọ.
14 Onye nego ego nasi, Ọjọka, ọjọka ;
Ma ọpuzia n'uzọ, mgbe afu ọnyaba isi.

15 Ọna-edo di, na imelime rubi:
Ma egbugbele-ọnu malu ife bu-ga ife oke ọnu.
16 Cili afe onye nọlu ọbia na mbe;
Welu onye afu n'ife ibe maka ndi ọbia.
17 Nni okwu así nasọ madu usọ;
Ma emesia nkpulu-iyi eju ya ọnu.
18 Aneme ka izuzu sie ike sitena alo:
Si na ndumọdu bue agha.
19 Obu-asi-eje-ọgbe nekpughe alo nzuzo:
Nyabu ngi na onye nasagba egbugbele-ọnu-ya emekọna.
20 Onye ọbuna kpọlu nna-ya ma-ọbu nne-ya n'iyi,
Agemenyu ọku-ya na ngbaci nke ọcici.
21 Agadọ akpili iwelu ùkwù n'izizi;
Ma amagọzi isi-njedebe-ya.
22 Asina, Agamakwucigha ugwọ ajọ ife:
Gelu Jehofa, na Ọgazọputa i.
23 Ife òsìsì di ice ice bu ife alu n'anya Jehofa;
Ǹmà nligbu adirọ nma.
24 Ije-ukwu madu nesite na Jehofa;
Kezi ka madu gesi mata uzọ-ya?
25 Ọbulu madu ọnyà iwelu ọsisọ si, *Ọdi* nsọ,
Na ikwesi nkwa di nsọ bia juba ase.
26 Eze nke nwelu amamife nacusa ndi ọjọ,
Nakpọlekwasi fa ígwè *isuca ọka.*
27 Mọ madu bu ọku-ukpe Jehofa,
Nenyoca imelimè afọ nine.
28 Afọ-ọma na ezi-okwu necebe eze:
Afọ-ọma nakwado ukpo-ya.
29 Otuto umu-ikọlọbia bu ike-fa:
Ebube agadi bu isi awọ.
30 Ube itali nke nemelu aru nacacapu ajọ ife:
Iti-ife *nelu* n'imelimè afọ.

Digitized by Google

21 1 Obi eze di n'aka Jehofa dika ikpele mili-
iyi-ga :
Onerughali ya ebe asọna Ya.
2 Uzọ madu nine nakwu ọtọ n'anya-ya :
Ma Jehofa nacigha obi-ga.
3 Ime ezi omume na ikpe kwu ọtọ
Ka Jehofa naralu kama àjà.
4 Anya di enu, na obi ngala,
Bú ọku-ukpe ndi ọjọ, bu njọ.
5 Izuzu onye di nkọ *nagbakwasi* sọ n'ọtutu :
Ma onye ọbuna neme ngwa *nagbaku* sọsọ
nkpa.
6 Ikpa àkù sitena ile así
Bu alulu anekusa ; ndi *nacọ fa* nacọ ọnwu.
7 Ife-ike nke ndi ọjọ gekpocapu fa ;
Makana fa julu ikpe ikpe.
8 Uzọ madu ikpe malu di ajọ ngiligọ :
Ma onye di ọca n'obi, ọlu-ya kwu ọtọ.
9 Ọka nma inọ na nkuku enu unọ,
Kama inọnyelu nwayi esemokwu n'unọ bulu
ibu.
10 Nkpulu-obi onye ọjọ nacọ ajọ ife :
Madu-ibe-ya aburọ onye imelu ebele n'anya-
ya.
11 Mgbe elili onye akaje nra, eme onye nenwerọ
uce onye amamife :
Akuzizielu onye amamife, ọnata ife ọmuma.
12 Onye ezi omume nelo uce-ya maka unọ onye
ọjọ :
Etu esi akwatu ndi ọjọ n'ajọ ife.
13 Onye kwucili nti-ya na nkpu ọgbenya,
Yanwa azi gakpọ, ma amaza ya.
14 Onyinye *enyelu* na nzuzo najulu iwe,
Ife ọgọ *ezobelu* n'ákwà *najulu* ọnuma sili ike.

15 Ọbulu onye ezi omume ife aṅuli bú ime ikpe *kwu ọtọ ;*
Ma ọbulu ndi neme ife neloro elo nbibi.
16 Madu nke nakpafu n'uzọ nmuta
Gezu ike na nzukọ ndi nadiro ndu.
17 Onye fulu igwuli-egwú n'anya gabu onye nkpa nakpa.
Onye fulu manya na manu n'anya amebu ọgalanya.
18 Onye ọjọ bu ife ngbaputa onye ezi omume ;
Onye aghughọ nanọci anya ndi kwu ọtọ.
19 Ọka nma inọ n'ani kwu nkiti,
Kama inọnyelu nwayi nese okwu newe azi iwe.
20 Àkù oke ọnu na manu di n'ebe onye amamife bi ;
Ma madu nsọkwu nenomina ya.
21 Onye neso ezi omume na afọ-ọma
Gafu ndu, na ezi omume, na otuto.
22 Onye amamife naliba n'obodo ndi-dike,
Newedata ike nke ncekwube-ya.
23 Onye ọbuna nedebe ọnu-ya na ile-ya
Ọnedebe nkpulu-obi-ya ka ọpua n'afufu-ga.
24 Onye ngala bú onye npako, onye akaje bu afa-ya,
Ọnalu ọlu n'igalafe oke.
25 Idọ-akpili nke onye ọbọ negbu ya ;
Makana aka-ya julu ilu ọlu.
26 Ọnwelu nke nadọ akpili si ike ogonogo ubọsi nine :
Ma onye ezi omume nenye ọdazọdo.
27 Àjà ndi ọjọ bu ife alu :
Kedu ka ọmanesi bu ka ife alu, ma ọwelu ai-izuzu weta ya !

Digitized by Google

28 Onye ama así gana n'iyi :
Ma madu nke nulunu ganekwu ọkpu.
29 Madu ọjọ melu ka iru-ya sie ike :
Ma onye kwu ọtọ, yanwa nedozi uzọ-ya-ga.
30 Ọnwerọ amamife ma-ọbu nghọta
Ma-ọbu alo dị medide Jehofa.
31 Anakwadebe anyinya maka ubọsi agha :
Ma nzọputa nesi n'aka Jehofa bia.

22 1 Agaralu *ezi* afa kama imelime àkù,
Ezi iru-ọma kama ọna-ọca na ọna-edo.
2 Ọgalanya na ọgbenye zukọ :
Jehofa bu onye okike fa nine.
3 Onye nwelu uce nafu ajọ ife, zobe onweya :
Ma ndi nenwerọ uce nagafega, ta afufu maka ya.
4 Ife ine-ọlu nke ume-ani *na* egwu Jehofa
Bu àkù, na otuto, na ndu.
5 Ogwu *na* ọnyà di-ga n'uzọ onye di ngiligọ n'omume :
Onye nedebe nkpulu-obi-ya ganọte fa aka.
6 Zunita nwata n'uzọ *kwesili* ya,
Na buraba ma ọme okenya omesi nime ya puruka.
7 Ọgalanya naci ndi-ọgbenya,
Onye nzita bu orù onye nzinye.
8 Onye ghasalu ajọ omume gaghọta ife neloro elo :
Itali iwe-ya gakwusi.
9 Onye nwelu anya ọma onye afu ka agagọzi ;
Makana ọwelu na nni-ya nye umu-ọgbenya.
10 Cupu onye akaje, na esemokwu gapu ;
Eye, esemokwu na nneni gakwusi.
11 Onye nafu idi-ọca nke obi n'anya,

Google

Maka ifi amala nke egbugbele-ọnu-ya ezè gabu ọyi-ya.
12 Anya Jehofa nece *onye nwelu* ife ọmuma,
Ma Ọghakpue okwu-ga nke onye aghughọ.
13 Onye ọbọ̀ si, Agaba nọ n'ilo;
Agegbum n'ọnu-ilo-ga.
14 Ọnụ umu-nwayi naburọ nwunye-i bu onunu mili emi:
Onye Jehofa newewesa nuku iwe gadanye nime ya.
15 Efiekwabalu nkafie n'obi nwata;
Ma itali idọ-nti gacutelu ya ya aka.
16 Onye nakpagbu onye nenwerọ ike ka ọwebawanye *elele*-ya,
Na onye nenye ọgalanya ife, *biana* sọsọ na nkpa.

17 Ṅa nti, ka inu okwu ndi amamife,
Cigha obi-i n'ife-ọmumam.
18 Makana ọbu ife usọ ma idebe fa n'afọ-i,
Obuluna eme ka fa sie ike n'ofu n'egbugbele-ọnu-i.
19 *Ọbu* ka ncekwube-i wedi na Jehofa,
Ka mji me ka imalu *fa* tata, ọbunadu nginwa.
20 Edetarọlum i ọmalica ife-ga
N'alo na ife ọmuma;
21 Ime ka imalu ikwesi-ncekwube nke okwu buga ezi-okwu,
Ka iwebucighalu ndi zili i ezi-okwu-ga?

22 Ezuna onye nenwerọ ike ori, makana yanwa enwerọ ike,
Nke inazọli onye ebudalu ebuda n'ọnu-uzọ-ilo:
23 Makana Jehofa gagbalu fa ọgu,

Digitized by Google

Nalu ndu ndi nakọlu fa ife-fa.
24 Ngi na onye iwe abukwana ọyi ;
Nke ineso madu ọnuma :
25 Maka imuta uzọ-ya-ga,
Wetalu nkpulu-obi-i ọnyà.
26 Abukwana ofu nime ndi nanalu aka,
Ma-ọbu ofu nime ndi mbe maka ugwọ :
27 Ọbuluna inwerọ ife igeji kwu,
Maka ginizi ka ogeji bunalu i àkwà-i n'okpulu i ?
28 Ewerukakwana ọkè-ani gbo,
Nke nna-i-fà kagolu.
29 Ifulu madu di ọkà n'ije-ozi-ya ? ọgakwu n'iru ndi-eze ;
Ọmakwu n'iru ndi anamarọ afa-fa.

23 1 Mgbe inọ iso onye nacinu li nni;
Ghọta ọfuma onye nọ n'iru i ;
2 Igetinye nmà n'akpili-i,
Ma ibulu onye afọ nni.
3 Adọna akpili nni ọma ya ;
Ebe *nni* afu bu nni así.
4 Adọkwana àkànyà ibu ọgalanya ;
Kwusi sitena nghọta onwei.
5 Igatukwasi anya-i n'ife nadirọnu ?
Makana *àkù* nemelu onweya nku ezie,
Dika ugo nefesi n'enu-igwe.
6 Elikwana nni *onye nwelu* ajọ anya,
Nke inadọ akpili nni ọma ya :
7 Makana etu osi elo na nkpulu-obi-ya, nọfu ka ọdi :
Libe, laba, ka ọgwalu i ;
Ma obi-ya adinyerọlu i.
8 Nbe-aka nni ilili ka igagbọputa,
Okwu-i di-ga usọ ewefunaci i.

Digitized by Google

9 Ekwukwana okwu na nti onye nsọkwu;
Makana ọgeneni nkuzi nke okwu-i-ga.
10 Ewerukakwana okè-ani gbo;
Nke inaba n'ugbo ndi nenwerọ nna:
11 Makana onye-ngbaputa-fa sili ike;
Yanwa gagbalu fa ọgu medide i:
12 Cigha obi-i n'idọ-nti,
Ge azi nti n'okwu ife ọmuma.
13 Azọdokwanalu nwata idọ-nti:
Makana ọbuluna iwelu itali pia ya, ọmanwu.
14 Nginwa gewelu itali pia ya,
Naputa nkpulu-obi-ya na Seol.
15 Nwam, ọbuluna obi-i nwelu amamife,
Obim gaṅuli, ọbunadu nke mu n'onwem:
16 Eye, akulum-ga gegoli,
Mgbe egbugbele-ọnu-i kwulu ife kwu-ga ọtọ.
17 Ka obi-i ghalu ikwoso ndi njọ ekwolo:
Ma *nọdu* n'egwu Jehofa ogonogo ubọsi nine:
18 Makana ọdi-n'iru di ezie;
Amebepu ncekwube-i.
19 Nginwa, nwam, nulu, nwe amamife,
Me ka obi-i naga ekelesu n'uzọ.
20 Adikwana n'etiti ndi-ọlaka-manya;
N'etiti ndi-olika-anu:
21 Makana ọlaka manya na onye afọ-nni gabia na nfiaru:
Olu-ula geyikwasi *madu* nkilika akwa.
22 Nulu onu nna-i mulu i,
Enenina nne-i ma ọme agadi.
23 Gota ezi-okwu, elekwana ya;
Eye, amamife, na idọ-nti, na nghọta.
24 Nna onye ezi omume gegoli agadaga:
Onye mutalu nwa amamife gaṅuli na ya.
25 Ka nna-i na nne-i ṅuliba,

Digitized by Google

Ka nwayi mulu i golibe.
26 Nwam, nyem obi-i,
Ka uzọm-ga naso anya-i usọ.
27 Makana nwayi nayi ọyi bu onunu mili emi;
Nwayi naburọ nwunye-i bu ónùnù.
28 Eye, nwayi afu nece anwu dika onye npum,
Nabawanye ndi aghughọ n'etiti madu.
29 Onye nasi, Éwù! onye nakwá, Mmanu? onye nwelu esemokwu?
Onye nwelu ntamu? onye nwelu imelu-aru na nkiti?
Onye nwelu anya nme-nme?
30 Ndi nọtelu aka na manya;
Ndi neje ka fa cọputa manya agwalu agwa.
31 Enekwasikwana manya anya ma onenwu nme-nme,
Mgbe ọnenye udi-ya n'iko,
Mbge ọnasughali *n'iko* ọfuma:
32 N'ikpe-azu ọta dika agwọ,
Ta azi dika aju-ani.
33 Anya-i gafu umu-nwayi naburọ nwunye-i,
Obi-i gekwu ife ofega.
34 Eye, igadi ka onye dina n'etiti orimili nnu,
Maọbu dika onye dina n'enu akpu ugbọ.
35 Fa etigom, *ka igekwu*, ma emelurọm aru;
Fa apiagom, ma amarọm ya:
Kedu mgbe mgeji teta? agamacọkwasi ya ọzọ.

24 1 Ekwosokwana ndi ajọ madu ekwolo,
Nke ọnadọ i akpili inọnyelu fa:
2 Makana obi-fa naciga ime ife-ike,
Egbugbele-ọnu-fa nekwu maka ilu-aru.
3 Sitena amamife ka analu unọ;
Sitena nghọta ka aneme ka ọkwusie ike;

4 Sitena ife ọmuma ka ime-unọ-ga ji ejuputa
N'àkù nine di oke ọnu di azi usọ.
5 Onye amamife sili ike;
Eye, madu nwelu ife ọmuma nagbawanye ume.
6 Makana igesi na ndumọdu bue agha-i:
Nzọputa di n'ebe ndi alo rili nne.
7 Amamife adikalu onye nkafie enu:
Ọdasa ọnu-ya n'ọnu-uzọ-ilo.
8 Onye nezu ime ajọ ife,
Agakpọ ya onye ajọ izuzu.
9 Izuzu nkafie bu njọ:
Onye akaje bulu madu ife alu.
10 Ọbuluna ufu ekpue i n'ubọsi nkpa,
Ike-i pelu npe.
11 Naputa ndi acigakọlu ọnwu,
Nezie azi anya ka idọcigha ndi sọlu ngọngọ nye n'ogbugbu azụ.
12 Ọbuluna isi, Ne, ayi amarọ onye a:
Onye nacigha obi Onye afụ adaghọta ka?
Onye nece nkpulu-obi-i, Onye afu amarọ *ya* ka?
Ọmakwu madu ka ọlu-ya si di ka?
13 Nwam, laca manu anwu, maka ọdi nma;
Na akpaka-anwu, nke nasọ i usọ n'ọnu:
14 Nọfu ka igesi malu na amamife di na nkpulu-obi-i:
Ọbuluna icọtago ya, ọdi-n'iru gadi;
Amebepu ncekwube-i.
15 Ecekwana anwu, ngi onye ọjọ, imedide ebe-obi onye ezi omume;
Emebikwana ebe izu-ike ya:
16 Makana onye ezi omume nada ugbolo isa, binikwasi ọzọ:
Ma anaghakpu ndi ọjọ sitena ajọ ife.

Digitized by Google

17 Anulikwana ma onye-ilo-i da,
Ka obi-i ghalu igoli na nghakpu-ya :
18 Maka Jehofa afu ya, obulu Ya ajo ife n'anya,
Owewepu iwe-Ya n'aru ya.
19 Ecegbusina onwei maka ifi ndi neme ajo ife ;
Nke inekwowusa ndi ojo ekwolo :
20 Makana odi-n'iru obuna amadili ajo madu ;
Agemenyu oku-ukpe ndi ojo.
21 Nwam, tualu Jehofa na eze egwu :
Ngi na ndi nagha agha emekona :
22 Makana nuku afufu-fa gebini na ntumade ;
Onye malu odida fa nabo ?

23 Ndia bu azi *okwu* ndi amamife.

Iso anya n'ikpe adiro nma.
24 Onye si onye ojo, Nginwa bu onye ezi omume :
Ndi *nine n'uwa* gabu ya onu, mba-ga gewewusa ya iwe.
25 Ma ogaso fa bú ndi balu *ya* nba,
Ezi ngozi gadakwasi fa.
26 Oji egbugbele-onu esusu onu
Bú onye naza okwu kwu oto.
27 Kwadebe ije-ozi-i n'ilo,
Jikelu ya onwei n'ugbo ;
Emesizia lua uno-i.
28 Agbana ama medide madu-ibe-i na nkiti ;
Ejikwana egbugbele-onu-i lafu.
29 Asikwana, Agameme ya ka osi mem ;
Agamakwucigha madu ka olu-ya si di.
30 Esim n'uso ugbo onye obo gafe,
N'uso ugbo fain nke madu nenwero obi *amamife ;*
Ne, opucili n'ogwu,

Digitized by Google

Àgbálà kpudolu iru-ya,
Nkpuma eji dorube ya ka etikpọdalu ani.
32 Munwa wenene, cigha obim *na ya:*
Mfu, nalu idọ-nti.
33 Nwantinti ula *kwu,* nwantinti itu-olu-ula,
Nwantinti ikpakọba aka idina ani:
34 Ọgbenya ewedakwasi i ka onye npum;
Nkpa-i azi dika nwoke kelu ife agha.

25 1 Ndia bu azi inu Solomon tu-ga-lu, nke ndi Hezekaia eze Juda deputalu.

2 Ọbu otuto Cuku izobe okwu:
Ma otuto ndi-eze bu igwuputa ani okwu.
3 Enu-igwe maka idi-enu, na ani maka ogbu,
Adacọputa azi obi ndi-eze.
4 Wepu inyi n'ọna-ọca,
Ife aputalu onye nanuca ife:
5 Wepu onye ọjọ n'iru eze,
Na ageme ka ukpo-ya kwusie ike n'ezi omume.
6 Asọpunalu onwei n'iru eze,
Nke inakwu n'ọnọdu ndi nuku madu:
7 Makana ọka nma ka asi i, Rọgota n'ebea;
Kama na agebuda i n'iru onye amalu afa-ya,
Onye anya-i fugolu.
8 Ejesikwana ike ikpe ikpe,
Maka *ighalu imazi* ife igeme n'ikpeazu-ya,
Mgbe madu-ibe-i menyelu i ifele n'iru.
9 Ngi na madu-ibe-i kpalia maka okwu-i,
Ekpughekwana alo nzuzo nke onye ọzọ:
10 Maka onye nulu *ya* akpọ i iyi,
Nkpali-i aghalu ipuzi.
11 Okwu ekwulu ka osi to
Di *ka* oloma-ọgbe ọna-edo na nkata ọna-ọca.

Digitized by Google

12 *Dika* mgbaka imi nke ọna-edo, na ife ekike nke ọmalica ọna-edo,
Nọfu ka ọdi bu onye amamife naba nba na nti onye nanu anu.
13 Dika oyi sno n'ọge owuwe nni,
Nọfu ka ukọ kwẹsili ncekwube *di* n'ebe ndi zili ya ozi nọ;
Makana ọnatunye ndu na nkpulu-obi ndi bu dinwenu-ya.
14 *Dika* ulukpu na ifufe ma mili ezo,
Nọfu ka ọdi bu madu neto onweya n'uzọ así maka onyinye-ya.
15 Sitena ewe iwe ọsisọ ka eji alanye onye isi,
Ile nlo nakpaji ọkpukpu.
16 Icọtago manu-anwu ? laca ka ogegbo i;
Maka oju i afọ, igbọ ya.
17 Ka ukwu-i nakọ ukọ n'unọ agbata-obi-i;
Maka ike i agwu ya, ọkpọ i asì.
18 Madu nagba ama asi emedide madu-ibe-ya
Bu nkulu agha, na nmà-agha, na ufele di nkọ.
19 Itukwasi ncekwube n'onye aghughọ n'ubọsi nkpa
Di *ka* ezé kpajili akpaji, na úkwú cikwapulu ecikwapu.
20 *Dika* onye neyipu afe n'ubọsi oyi, *na dika* ife gbalu uka n'enu nnu-utaba,
Nọfu ka ọdi bú onye nabulu obi di alo abù.
21 Ọbuluna agu anagu onye kpọlu i asì, nye ya nni lie;
Ọbulu azi na akpili akpọ ya nku, kunye ya mili la:
22 Makana nginwa gabọkwasi opoto-ọku n'isi-ya,
Jehofa gakwucigha i.
23 Ifufe Ugwu namuputa mili ozizo:

Digitized by Google

Nọfu *ka* ile nekpe ikpè *si eweputa* ajọ iru iwe.
24 Ọka nma inọ na nkuku enu unọ,
Kama inọnyelu nwayi nese okwu n'unọ bulu ibu.
25 *Etu* mili oyi *si* di nkpulu-obi ume nekupu,
Nọfu ka ozi ọma si n'ani telu aka bia si di.
26 *Dika* isi-iyi azọtọlu azọtọ, na mili-iyi mebili emebi,
Nọfu ka onye ezi omume ndi ọjọ nufulu *si di.*
27 Ọdirọ nma ilaca manu-anwu ri nne:
Nọfu ọbuluna madu acọputalu onwefa otuto ọburọ otuto.
28 Ọnye nadabido mọ-ya
Di *ka* obodo etikpọdalu ani nenwerọ aja odudo.

26 1 Dika sno n'ọge okpomọku, na dika mili ozizo n'ọge ọwuwe nni,
Nọfu ka otuto nesirọ to onye nsọkwu.
2 Dika nza na nfegbali-ya, dika eneke n'ofufe-ya,
Nọfu ka ikpọ-iyi na nkiti nesirọ élè.
3 Itali dili anyinya, nga dili anyinya-ibu,
Itali di-azi-li azu ndi nsọkwu.
4 Azakwana onye nsọkwu ka nkafie-ya si di,
Maka nginwa azi adi ka ya.
5 Za onye nsọkwu ka nkafie-ya si di,
Maka ọbulu onye amamife n'anya-ya.
6 Onye zigalu ozi sitena aka onye nsọkwu
Nebepu ukwu *onweya,* nalami ife-ike.
7 Ukwu onye ngwulọ nakwufe akwufe:
Nọfu ka inu di n'ọnu ndi nsọkwu.
8 Dika akpa nkpuma di oke ọnu n'ikpo nkpuma,
Nọfu ka onye nenye onye nsọkwu otuto si di.
9 *Dika* ogwu nke nadumi n'aka ọlaka-manya.
Nọfu ka inu di n'onu ndi nsọkwu.

Google

10 Onye ọ̀kà nakpu ife nine;
Ma onye golu onye nsọkwu di ka onye nego ndi nagafe agafe.
11 Dika nkita nke necighata n'ife ogbọlu;
Nọfu ka onye nsọkwu *si di* nke nemenwo nkafie-ya.
12 Ifulu madu nwelu amamife n'anya-ya?
Ncekwube di n'ebe onye nsọkwu nọ kama onye afu.
13 Onye ọ̀bọ̀ si, Agaba *nọ* n'uzọ;
Agaba nọ n'ilo-ga.
14 *Dika* ákú-uzọ *si* emeghali n'àbà-ya.
Nọfu ka onye ọ̀bọ̀ neme n'àkwà-ya.
15 Onye ọ̀bọ̀ nasunye aka-ya n'afele:
Ọnagwu ya ike iwenitazi ya n'ọnu-ya ọzọ.
16 Onye ọ̀bọ̀ nwekalili amamife n'anya-ya
Kama madu isa gaza n'uzọ imata-ife.
17 Onye gafekọ, newe iwe esemokwu naburọ nke ya,
Di *ka* onye dọdolu nkita na nti.
18 Dika onye ala natura ọwa,
Na ufele, na ọnwu;
19 Nọfu ka madu si di onye nalafu madu-ibe-ya,
Nasi, Ọburọ egwú ka munwa negwuli ka?
20 Maka ifi na nku adirọ ka ọku ji anyu:
Ebe onye ntakwu nadirọ, inu-ọgu nakwusi.
21 *Dika* iceku *si di* n'ebe opoto-ọku di, *ka* nku *si di* n'ebe ọku di;
Nọfu ka madu nke nese okwu di ime ka inu-ọgu nwulu ọku.
22 Okwu onye ntakwu nadi-ga ka nbe-aka nni nasọ usọ,
Fanwa nagbada n'ezigbo imelìmè akuku afọ-ga.

Digitized by Google

23 Egbugbele-ọnu nke di-ga ìlè na ajọ obi
Di-ga *ka* ugbugba eji inyi ọna-ọca ru.
24 Onye nakpọ asì neji egbugbele-ọnu-ya alafu,
Ma ọnedebe aghugho nime ya:
25 Mgbe onekwu ile-usọ, ekwekwana ya;
Makana alu isa di n'obi-ya:
26 Ọbu ezie na ikpọ-asi-*ya* ji ntu kpudo onweya,
Agekpughe ajọ ife-ya na nzukọ.
27 Onye gwulu onunu gadanye nime ya;
Onye nakpọle nkpuma, ogecigha dakwasi ya.
28 Ile así nakpọ ndi ọzọlili asì;
Ọnu nke nekwu ile-usọ nakwatu akwatu,

27 1 Anyakwana isi maka eci;
Makana imarọ ife ubọsi gamuputa.
2 Ka onye ọzọ to i, ma ọburọkwọ ọnu onwei;
Onye ọbia, ọburọ egbugbele-ọnu-i.
3 Nkpuma di alọ, uzuzu bulu ibu;
Ma iwe onye nkafie kasi fa nabọ alọ.
4 Ọnuma bu ime ife-ike, iwe bu iju;
Ma onye gakwu n'iru ekwolo?
5 Ọka nma bú nba n'ìfè
Kama ifu-n'anya ezobelu ezobe.
6 Fa kwesili ncekwube bú ọnya nke onye fulu
i n'anya metalu:
Ma isusu-ọnu nke onye kpọlu *i* asi rili nne.
7 Nkpulu-obi julu eju nazọtọ akpaka-anwu:
Ma ife nine nenu inu nasọ nkpulu-obi agu
nagu usọ.
8 Dika nnunu nke kpafulu n'akwu-ya,
Nọfu ka madu nke nakpafu n'ọnọdu-ya di.
9 Ude na ife ísì usọ neme ka obi ńulia aṅuli:
Nọfu ka usọ ọyi madu nadi *nke si* n'alo nkpulu-obi *puta*.
10 Agbanarina ọyi-i, na ọyi nna-i;

Digitized by Google

Ejena n'unọ nwa-nna-i n'ubọsi nuku afufu-i :
Ọka nma bú agbata-obi nọ nso kama nwa-nna nọtelu aka.
11 Nwam, nwe amamife, ka ime ka obim nañuli añuli,
Ka mweza onye nakpalim.
12 Onye nwelu uce nafu ajọ ife, zobe onweya :
Ma ndi nẹnwerọ uce nagafega, ta afufu maka ya.
13 Cili afe onye nọlu onye ọbia na mbe ;
Welu onye afu n'ife ibe maka nwayi naburọ nwunye-ya.
14 Onye ji onu ike agọzi madu-ibe-ya, binie n'uzọ ututu.
Agagunyelu ya ya n'ikpọ-iyi.
15 Mili ọtutu nke natu mgbe nine n'ubọsi mili zolu ajọ ọlu,
Ya na nwayi nke nese okwu yili :
16 Onye gezobe ya nezobe ifufe,
Aka-nni-ya nekwudo manu,
17 Ígwè namu ígwè ;
Nọfu ka madu si amu iru ọyi-ya.
18 Onye nece osisi fig geli nkpulu di ya ;
Onye nefe dinwenu-ya ka ageto.
19 Ka iru si eyi iru na mili
Nọfu ka obi madu si eyi obi madu.
20 Afọ adeju Ṣeol na Ebe-nbibi ;
Afọ adeju azi anya madu.
21 Ite eji anuca ife dili ọna-ọca, obo-ọku dili ọna-edo,
Ananwa azi madu sitena otuto-ya.
22 Ọbulugodu na igeji aka-odo suli onye nkafie n'odo n'etiti ọka esulu esu,
Nkafie-ya amapu na ya.

Digitized by Google

23 Malu ọfuma ka ìgwè atulu na ewu i si di,
Cigha obi-i n'ife-enunu-i:
24 Makana àkù aburọ ebe-ebe;
Okpu eze ọnanọ ndudugandu nine ka?
25 Anekpopu afifia ọkpọ-nku, afifia ndu egosi onweya.
Anekpokọba nkpa-akwukwọ enu-ugwu-ga.
26 Umu atulu bu maka ákwà-i,
Ewu bu-ga ọnu-afia ugbo:
27 Ala ewu gezu maka nni-i, na nni ezi-na-unọ-i;
Na izu umu-agbọ-i.

28 1 Ndi ọjọ nagbanaba mgbe madu nadacu *fa:*
Ma ndi ezi omume neji ncekwube ka agaba.
2 Maka njefie ani imelime bu ndi-isi di ya:
Ma sitena onye nghọta *na* ife ọmuma ọkwa-ya gatọ atọ.
3 Madu gba aka nke nakpagbu ndi nenwerọ ike
Di *ka* oke mili ozizo narapurọ nni.
4 Ndi julu iwu neto ndi ọjọ:
Ma ndi nedébe iwu nanuso fa ọgu.
5 Ndi ajọ madu adaghọta ikpe:
Ma ndi nacọ Jehofa naghọta ife nine.
6 Ọka nma bú ọgbenya nakpaghali n'izu-oke-ya,
Kama onye uzọ-ya gbalu ngiligọ nabọ, ọbu ezie na ọbu ọgalanya.
7 Onye ọbuna nedebe iwu bu nwa nwelu nghọ-ta:
Ma onye bu onye ukpa ndi afọ-nni nemenye nna-ya ifele n'iru.
8 Onye neme ka ọkù-ya bawanye sitena ina uma na inakali ka ozinyelu,

Digitized by Google

Nekpokọbalu ya onye nemelu ndi nenwerọ ike ebele.
9 Onye kpọcili nti-ya n'inu iwu,
Ọbunadu ekpelu-ya bu ife alu.
10 Onye neme ndi kwu ọtọ ka fa jefie n'ajọ uzọ,
Ya n'onweya gadanye n'ónùnù-ya:
Ma ndi zulu oke gelita ife di nma n'ùkwù.
11 Ọgalanya nwelu amamife n'anya-ya;
Ma ọgbenya nke nwelu nghọta nacọputa ya.
12 Mgbe ndi ezi omume golili, nuku otuto adi:
Ma mgbe ndi ọjọ binili, acọba madu acọba.
13 Onye nekpudo njefie-ya-ga ọmagalu ya:
Ma onye nekwuputa narapu azi fa ganata ebele.
14 Anuli dili madu natu egwu mgbe nine:
Ma onye neme ka obi-ya di ka nkpuma gadanye n'ajọ ife.
15 *Dika* agaba nagbọ uja, na bea nagbaghali agbaghali;
Nọju ka onye ọjọ nke naci ndi nenwerọ ike *si di.*
16 Onye isi nenwerọ nghọta bu azi nuku onye nkpagbu:
Ma onye kpọlu anya-ukwu asì geseti ubọsiya-ga.
17 Onye ebolu ọbala madu
Gagbabanye n'onunu; ka onye ọbuna ghalu ikwusi ya.
18 Onye neje n'izu-oke ka agazọputa:
Ma onye neje ngiligọ n'uzọ nabọ gadafu ozigbo.
19 Onye nalu ugbo-ya afọ geju ya na nni:
Ma onye neso *ife* neloro elo genweju nfiaru aka.
20 Madu nke kwesili ncekwube gejuputa na ngọzi:

Digitized by Google

Ma amagunye onye neme ngwa ibu ọgalanya
n'onye nemerọ ajọ ife.
21 Isọ anya madu adirọ nma:
Nke ọnadi nma na madu ji maka ifi nwantinti nni jefie.
22 Madu nke nwelu ajọ anya nesosi àkù ike,
Ọmarọ na nfiaru gafia ya.
23 Onye nabalu madu nḅa gemesia fuwanye iruọma
Kalia onye nekwu ile-usọ.
24 Onye punalu nna-ya ma-ọbu nne-ya ife, nasi,
Ọburọ njefie;
Onye afu bu onye ukpa onye nbibi.
25 Onye mọ-ya nwelu ogonogo akpili nakpani esemokwu:
Ma onye cekwubelu Jehofa gama abuba.
26 Onye cekwubelu obi onweya onye afu bu onye nsọkwu:
Ma onye ji amamife eje, ageme ka onye afu gbapu.
27 Onye nenye ọgbenya ife nfiaru amafia ya:
Ma onye kpucili anya-ya ka agabu imelime ọnu.
28 Mgbe ndi ọjọ binili, madu ezobesia onwefa:
Ma mgbe fa nalu n'iyi, ndi ezi omume abawanye.

29 1 Onye anabalu nba ugbolo ugbolo nekwekebe onu-ya
Ka agetili na ntumade, enwe ọzizọ.
2 Mgbe ndi ezi omume bawanyelu, ndi ani-fa anaṅuli:
Ma mgbe onye ọjọ naci, ndi ani afu asuba ude.
3 Madu nke fulu amamife n'anya neme ka nnaya ṅulia:

Digitized by Google

Ma onye ya na umu-nwayi ndi nayi ọyi nakpa nanasi àkù-*ya* n'iyi.
4 Eze neme ka ani-ya kwusie ike sitena ikpe *kwụ ọtọ:*
Ma onye nanakọ onyinye nakwatu ya.
5 Onye nagwa madu-ibe-ya ile-usọ
Nagbalu ama-ukwu-ya ọnya.
6 Na njefie ajọ madu ọnyà di *ya:*
Ma onye ezi omume nabu abù nańuli azi.
7 Onye ezi omume namata okwu ndi nenwerọ ike:
Onye ọjọ enwerọ nghọta ima *ya.*
8 Ndi akaje nakpọsu obodo:
Ma ndi amamife neweruka iwe.
9 Ọbuluna onye amamife esolu onye nkafie kpebe ikpe,
Ma ọnewe iwe ma ọnamu amu, izulu-ike ọbuna amadi.
10 Ndi agu ọbala nagu nakpọ onye zulu oke asì:
Ndi kwu ọtọ, fa nacọ ndu-ya.
11 Onye nsọkwu nekwusi obi-ọku-ya nine:
Ma onye amamife nabiada ya neme ka ojulu.
12 Ọbuluna onye nacinu ańaba nti okwu asi,
Ndi nine nejelù ya ozi bu ndi ọjọ.
13 Ọgbenya na onye nkpagbu zukọ ọnu:
Jehofa nenye anya fa nabọ ìfè.
14 Eze nke nekpe ndi nenwerọ ike ikpe nke ezi-okwu,
Ageme ka ukpo-ya kwùsie ike ọkpu.
15 Itali na nba nenye amamife:
Ma nwata aralu nyelu onweya newetalu ṇne-ya ifele.

Digitized by Google

16 Mgbe ndi ọjọ nabawanye, njefie anabawanye:
Ma ndi ezi omume gafu ọdida-fa.
17 Dọ nwa-i nti, na ogenye i izulu-ike;
Eye, ogenye nkpulu-obi-i usọ.
18 Ebe ọfụ ọbuna nadiro, ndi ani afu ananupu isi:
Ma onye nedebe iwu, aṅuli nadili ya.
19 Amadọ odibo nti sitena okwu:
Makana ọbulugodu na ọghọta ọmaza.
20 Ifulu onye neme ngwa n'okwu-ya?
Ncekwube di n'ebe onye nsọkwu nọ kama onye afu.
21 Onye zutọlu odibo-ya sitena nwata
Ọgabulu ya nwa n'ikpe-azu.
22 Onye iwe nakpani esemokwu,
Onye ọnuma nejuputa na njefie.
23 Ngala madu geweda ya:
Ma onye nwelu mọ ume-ani ganata otuto.
24 Onye so onye ori kelu ife kpọlu nkpulu-obi onweya asì:
Ọnulu iyi agbalu ma ogosiro ife ọbuna.
25 Egwù madu neweta ọnyà:
Ma onye cekwubelu Jehofa ka agedebe n'ebe di enu.
26 Imelime nacọ iru-ọma onye nacinu:
Ma ikpe madu nesi n'aka Jehofa *abia*.
27 Onye ajọ omume bulu ndi ezi omume ife alu:
Onye kwu ọtọ n'uzọ bulu azi onye ọjọ ife alu.

30 1 Okwu Agua nwa Jake; ibu ebolu ya.
Nwoke afu si Itiel, Itiel na Ọkal:

Google

2 Ezie munwa di ka anu ọfia kalia madu ọbuna,
Enwerọm nghọta madu :
3 Amutarọm amamife,
Nke mnama ife ọmuma nke Onye di nsọ.
4 Onye rọgogolu n'enu-igwe, zidata azi ?
Onye kpọkọbagolu ifufe n'aka-ya ?
Onye fiedogolu mili n'ákwà-ya ?
Onye megolu ka ebe nine uwa jedebelu kwusie ike ?
Kedu afa-ya, kedu afa nwa-ya, ma ọbuluna imalu ?

5 Anucago okwu Cuku nine :
Yanwa bulu ndi gbabalu nime Ya ọta.
6 Etiwanyekwana n'okwu-Ya,
Maka Ọtanye i n'anya, abia fu i onye así.

7 Ife nabọ ka myọlu I ;
Ajukwanam fa tupu mu anwuru :
8 Wetelum ife neloro elo na okwu así aka :
Agbabanam aka nke Inebum ;
Welu nni gezulum nazum :
9 Maka afọ ejum, ewemgọnari *I*, sì, Onye bu Jehofa ?
Ma-ọbu maka mu agbalu aka, ezuem ori,
Kpọtọ afa Cukum.

10 Ekpekwana orù ikpè n'iru dinwenu-ya,
Maka ọkpọ i iyi, ikpe ewema i.

11 Ndudugandu di nakpọ nna-fa iyi,
Nadagọzi nne-fa.
12 Ndudugandu di nke di ọca n'anya-fa,
Ma fa awucapuro n'inyi-fa.

Digitized by Google

13 Ndudugandu di, Ifugo ka anya-fa si di ka enu!
Ebunie mbubolo-anya-fa enu.
14 Ndudugandu di ndi ezé-fa di-ga *ka* nmà-agha, ezé-agbulugada-fa *ka* nmà,
Ilicapu ndi ebudalu ebuda n'uwa, na ndi-ọgbenya n'etiti madu.

15 Etu nwelu umu nwayi nabọ, *nakpọ*, Nye, nye.
Ife itọ di nke afọ nadeju,
Eyẹ, inọ nke nadasi, Ogbogo:
16 Ṣeol; na afọ aga;
Na ani afọ mili nejurọ;
Na ọku nasirọ, Ogbogo.

17 Anya nke neme nna-ya akaje,
Neneni inu okwu nne-ya,
Ugoloma nke mgbulugudu gatuli ya,
Umu ugo geli ya.

18 Ife ịtọ di nke kadim ntulu,
Eye, inọ nke mnamarọ:
19 Uzọ ugo n'ígwé;
Uzọ agwọ n'enu nkpuma;
Uzọ ugbọ n'etiti orimili nnu;
Na uzọ nwoke n'ebe nwa-agbọ nọ.
20 Nọfu ka uzọ nwayi nayi ọyi di;
Oneli, nefica ọnu-ya,
Si, Emerọm ife neloro elo ọbuna.

21 N'okpulu ife itọ ka aru nama ani nni,
Eye, inọ, *nke* ọnapurọ inadonu;
22 Odibo mgbe ocili eze;
Na onye nsọkwu mgbe nni julu ya afọ;

23 Na nwayi akpọlu asì mgbe ọnwelu di;
Na odibo nwayi bulu nne nwe ya oli-ùkwù.

24 Ife inọ di di-ga ọbele n'uwa,
Ma ife afu-ga nwelu agadaga amanife:
25 Danda bu ndi nesirọ ike.
Ma fa nakwadebe nni-fa n'ọkọci;
26 Koni bu-ga ife nenwerọ ike,
Ma fa nalu unọ-fa na nkpuma;
27 Igwulube enwerọ ezè,
Ma fa nine napu n'usu;
28 Nce-unọ neji aka-ya agadọ,
Ma ọnanọ n'obi eze.

29 Ife itọ di malu nma n'ije-ukwu-fa,
Eye, inọ malu nma n'ije ije:
30 Agaba, nke nwekalisili ike n'etiti anu ọfia,
Ọnwero nke ọnagbalu ọsọ;
31 Anyinya agha; nkpi azi;
Na ezè, onye amanebini medide.

32 Ọbuluna isọkwugo nsọkwu sitena ibunita onwei,
Ma-ọbu ọbuluna izulu ajọ ife,
Welu aka-i kpucie ọnu-i.
33 Makana imerube ala efi neweputa bọta,
Ipido imi aka neweputa ọbala:
Nọfu ka ikpani iwe si eweta esemokwu.

31 1 Okwu-ga nke ezè Lemuel; ibu nke nne-ya bolu ya eji dọ ya nti.

2 Gini, nwam? gini, ngi nwa nke afọm?
Ginizi, nwa nke nkwam di-ga nsọ?

Google

3 Enyekwana umu-nwayi ike-i,
Nke inenye ife nemebi ndi-eze uzọ-i-ga,
4 Ọkwesiọ ndi-eze, ngi Lemuel, ọkwesiọ ndi-eze ila manya;
Nke ọnekwesi ndi-isi *isi*, Ebe ka ife ọlila sili ike di?
5 Maka fa ala, cezọ ukpulu atọlu,
Wegha ikpe onye ọbuna ebudalu ebuda iru.
6 Nye onye nke nakọ n'iyi ife ọlila sili ike,
Nye onye nkpulu-obi inu manya:
7 Ka ọla, cezọ ọgbenya ọbu,
Ghalu icetanwozi ilu-aru-ya ọzọ.
8 Salu ogbi ọnu-i,
N'ikpe ndi nine nakọ n'iyi.
9 Sa ọnu-i, kpe ezi ikpe,
Dokwalu onye ebudalu ebuda na ọgbenya okwu.

10 Onye gacọputa ezigbo nwayi?
Makana ọnu-afia-ya kaju rubi afọ.
11 Obi di-ya necekwube ya,
Nkpa elele ọbuna amakpa ya.
12 Nwayi afu neme ya ezi ife ọburọ ajọ ife
Ubọsi ndu-ya nine.
13 Ọnacọ aji anu na ade,
Ọnasọ ya usọ iwelu aka-ya nalu ọlu.
14 Ọdi ka ugbọ onye afia;
Onesi n'ọte-aka eweta nni-ya.
15 Onebini azi ebe ọbulili ucici,
Nenye ezi-na-unọ-ya nni,
Nenye azi umu-odibo-nwayi-ya okè-fa.
16 Onelo uce-ya maka ugbo, golu ya:
Ọji ife ọlutalu wegbue ugbo fain.
17 Ọji ike efie ume-ya,

Digitized by Google

Me ka aka-ya sie ike.
18 Ọmatalu na izu-afia-ya di nma :
Ọku-ukpe-ya adanyu n'ucici.
19 Oneji owu n'aka-ya,
Ọbu-aka-ya ejide ezele.
20 Ọnagbasapulu onye ebudalu ebuda aka-ya,
Eye, ọnesetipulu ọgbenya aka-ya.
21 Ọdatu egwu na sno geme ezi-na-unọ-ya ife ;
Makana eyikwasili ezi-na-unọ-ya nine akwa nme-nme.
22 Okpalu onweya akwa tu-ga-lu agwa igbaba agbaba ;
Akwa-oyiyi-ya bu ọmalica akwa ọca na akwa ododo.
23 Amalu di-ya n'ọnu-uzọ-ilo-ga,
Ma ọnọdu n'etiti ndi-ikenya ani.
24 Ọnakpa afe ọca nele *fa* ;
Ọnaralu ife ọfifie enye n'aka onye afia.
25 Ike na ebube bu-ga ákwà-ya ;
Ọnamu ọge ọdi-n'iru amu.
26 Oneji amamife asa ọnu-ya ;
Iwu afọ-ọma di n'ile-ya.
27 Ọnene uzọ ezi-na-unọ-ya anya ọfuma,
Odeli nni ọbọ̀.
28 Umu-ya nebini, kpọ ya onye ngọzi ;
Di-ya *azi*, oneto ya, *si* :
29 Imelime umu nwayi emegoli ọfuma,
Ma nginwa kacasi fa nine.
30 Amala bu asi, nmá bu ife nkiti :
Ma nwayi natulu Jehofa egwu, nwayi afu ka ageto.
31 Nye ya nime nkpulu aka-ya ;
Ka ọlu-ya-ga tobe azi ya n'ọnu-uzọ-ilo-ga.

Digitized by Google

EKLISIASTIS,

MA-ỌBU

ONYE NAKPỌ NZUKỌ.

1 1 Okwu-ga nke Onye nakpọ nzukọ, nwa Defid, bú eze na Jerusalem.

2 Onye nakpọ nzukọ kwulu, si, sọsọ ife nkiti, sọsọ ife nkiti, fa nine bu ife nkiti. 3 Kedu elele balu madu n'àkànyà-ya nine nke ọnadọ n'okpulu anya-anwu? 4 Ndudugandu na, ndudugandu abia; uwa anakwudide ebe-ebe. 5 Anya-anwu nawa azi, anya-anwu nada, nagbasi n'ebe osi awa. 6 Ifufe nefesi n'adagbe, weferube n'Ugwu; ọneferube mgbe nine n'ije-ya, ifufe necighata ọzọ na nferube-ya. 7 Orimili nine nerunye n'orimili nnu, ma orimili nnu ejurọ; n'ebe orimili nerusi, n'ebe afu ka fanwa neruciġha ọzọ. 8 Ife nine nadọ àkànyà; madu apurọ ikwu *ya:* afọ adeju anya n'ifu ife, nke nti neju n'inu ife. 9 Ife dili adi nke afu gadilili; ife nke emegoluli eme nke afu ka aganeme: ife ọfu ọbuna adirọ n'okpulu anya-anwu. 10 Ọnwelu ife agasi, Ne, nka bu ife ọfu? nke afu adigoli n'ọge gbo bu ayi uzọ. 11 Nceta *ndudugandu* ndi galu aga adirọ; nke nceta *ndudugandu* ndi sonu nke gadi *ọdi-n'iru*, n'etiti ndi gadi ma agasia, gadi.

12 Munwa bú Onye nakpọ nzukọ buli eze Israel nime Jerusalem. 13 Mwelu obim nye icọ na inyoca sitena amamife maka ife nine anem n'okpulu enu-igwe: nke afu bu ajọ nbuda n'

Cuku nyegolu umu madu ka ewebuda fa. 14 Afuzugom ọlu nine analu n'okpulu anya-anwu; ne, fa nca bu ife nkiti na icọ *inwude* ifufe. 15 Ife nke gbagọlu agbagọ, apurọ ime ka ọkwulu ekelesu: nke belu ebelu apurọ igu ya. 16 Munwa gwa obim, si, Ne, Munwa anatago nuku amamife kalia onye ọbuna bum uzọ aci na Jerusalem: eye, obim afuzugo amamife na ife ọmuma. 17 Mwewelu obim nye n'ima amamife, na ima ipu-ala na nsọkwu: mwemata na nka azi bu icọ *inwude* ifufe. 18 Makana imelime ife nwuta di n'imelime amamife: onye nke nabawanye ife omuma nabawanye uru.

2 1 Munwa kwue n'obim, si, Biali, Agameji nuku aṅuli wenwa i; nyabu kilibe ezi ife: ne, nka azi buli ife nkiti. 2 Mwekwue maka imu amu, Ọbu ipu ala: na maka aṅuli, Gini ka ọneme? 3 Mwẹnyoca n'obim etu mgesi welu manya zua arum, ebe obim ji amamife nedulili*m*, na etu mgesi jide ife nsọkwu, genye na mgbe mgafu ife dili umu madu nma ka fa neme n'okpulu enu-igwe n'ọnuọgu nke ubọsi ṇdu-fa. 4 Alulum onwem nuku ọlu-ga; lualu onwem unọ-ga; egbugolum onwem ugbo fain-ga; 5 mebesialu onwem ugbo na ogige nkpaghali, mwekua nime fa osisi nami nkpulu nine *di-ga n'ice n'ice:* 6 mmelu onwem ebe idebe mili, ka mwesite na fa gba ọfia aku-ga-lu osisi mili: 7 agbatalum ìrù ndikom na ìrù umu-nwayi, mnwe ìrù amulu n'unọm; mnwe azi imelime ìgwè efi na atulu, kalisia ndi nine bum uzọ na Jerusalem: 8 ekpokọba-azi-lim ọna-ọca na ọna-edo, na ife aka-mkpa nke ndi-eze na nke ani *di-ga n'okpulum:* enwetalum ndi abù ndikom na ndi abù umu-nwayi, usọ-ga nke umu madu, imelime inyeme.

9 Mwebue oke madu, bukalisia ndi nine bum uzọ na Jerusalem: amamifem dililim azi. 10 Ife anyam acọna adamanapu fa: azọdorọlum obim anụli ọbuna, makana obim ụnulili sitena àkànyàm nine; nka bulu okem sitena àkànyàm nine. 11 Munwa wedo iru n'ife nine akam lulu, na àkànyà nine mdọlu n'ilunu: ne, fa nine bulu ife nkiti na icọ *inwude* ifufe, elele adirọ n'okpulu anya-anwu.

12 Munwa wedo iru ifu amamife, na ala na nsọkwu: makana ọbu gini *ka* madu so eze *geme?* 13 Munwa wefu na amamife kalili nsọkwu, ka ìfè si kalia ọcici. 14 Anya onye amamife nadi ya n'isi, onye nsọkwu naga nime ọcici: munwa wemata azi na ofu ife afu nekwudo fa nine. 15 Munwa wekwue n'obim, si, Ka osi ekwudo onye nsọkwu, nọfu ka ogesi kwudo *munwa* ọbunadu munwa; gini mezili mji nwekalia n'amamife? Mwesi n'obim, na nka bu azi ife nkiti. 16 Makana nceta adirọlu onye amamife ebe-ebe, dika onesirọ dili onye nsọkwu; ebe agecezọsi fa nine n'ọge gabianu. Ginizi kpatalu onye amamife ji anwu dika onye nsọkwu! 17 Mwekpọ ndu asì; makana ọlu analu n'okpulu anya-anwu bu ajọ ife n'ebe mnọ: makana fa nca bu ife nkiti na icọ *inwude* ifufe.

18 Munwa wekpọ àkànyàm nine nke mdọlu n'okpulu anya-anwu asì: ebe mgarapulu ya madu nke gesom. 19 Onye ma-azi-li ma ọgabu onye amamife ma-ọbu onye nsọkwu? ma ọganaci àkànyàm nine nke mdọlu, na nke mgosili amamife na ya n'okpulu anya-anwu. Nka bu azi ife nkiti. 20 Munwa werughalia ime ka obim ghalu iji ncekwube n'àkànyà nine mdọluli n'okpulu anya-

anwu. 21 Makana madu di nke ji amamife, na ife ọmuma, na ụkà, adọ àkànyà-ya; ma onye nadọrọ àkànyà nime ya ka ọgenye ya ka ọbulu okè-ya. Nka azi bu ife nkiti na nuku ajọ ife. 22 Gini ka madu nwelu n'àkànyà-ya nine, na ncekasi obi-ya, ọnadọ na ya n'okpulu anya-anwu? 23 Makana ubọsi-ya nine bu *sọsọ* uru, nbuda-ya bu ife nwuta; eye, ọbunadu n'ucici obi-ya adedina. Nka bu azi ife nkiti.

24 Ọnwerọ ife dili madu nma kalia ka oneli nala, me ka nkpulu-obi-ya fu ezigbo ife n'àkànyà-ya. Nka azi ka munwa fulu, na nka sitelu n'aka Cuku. 25 Makana onye geli ife, ka-ọbu onye genwe obi usọ, kaliam? 26 Makana ọbu madu di nma n'anya-Ya ka *Cuku* nenye amamife, na ife ọmuma, na anụli: ma onye njọ ka Ọnenye idọ-àkànyà, ka onekpokọba tuba azi, ka ọwenye onye di nma n'anya Cuku. Nka bu azi ife nkiti na icọ *inwude* ifufe.

3 1 Amani dili *ife* ọbuna, ọge *dili* izuzu ọbuna di n'okpulu enu-igwe: 2 Ọge imu nwa, na ọge inwu ọnwu *di;* ọge iku aku, na ọge ighọta nke akulu *di;* 3 Ọge igbu egbu, na ọge izọ azọ *di;* ọge itikpọ etikpọ, na ọge ilu unọ *di;* 4 ọge ikwa akwá, na ọge imu amu *di;* ọge iru uru, na ọge ite egwu *di;* 5 ọge itufu nkpuma, na ọge itukọba nkpuma *di;* ọge imaku amaku, na ọge ikwutelu nmaku aka *di;* 6 ọge icọ acọ, na ọge iyi iyi *di;* ọge idebe edebe, na ọge itufu etufu *di;* 7 ọge idọwa adọwa, na ọge ikwakọ akwakọ *di;* ọge idebe ọnu du, na ọge ikwu okwu *di;* 8 ọge ifu n anya, na ọge ikpọ asì *di;* ọge agha, na ọge ndokwa *di.* 9 Kedu elele ọbalu onye nalu ọlu n'ife yanwa nadọlu àkànyà? 10 Afugom nbuda Cuku

nyegolu umu madu ka ewebuda fa. 11 Ọmego ka ife ọbuna ma nmá n'ọge-ya: Otinyego azi ife ebe-ebe n'obi-fa, ma ka Osi tinye ya na madu amaọputa ọlu Cuku lugolu sitena isi-nbido genye n'isi-njedebe. 12 Amalum na ọnwerọ ife di fa nma, kalia iṅuli aṅuli, na ime ezi ife ka fa ditadebelu ndu be. 13 Ama-azi-lim na nka bu onyinye Cuku, ka madu neli nala, fu azi ezi ife n'àkànyà-ya nine. 14 Amalum na, ife Cuku emena, nke afu gadi ebe-ebe: apurọzi itinye ife ọzọ n'enu ya, nke anebenata ya: Cuku emego azi ya, ka madu wetua egwu n'iru Ya. 15 Ife di kita adigoli gbo; ife gadi adi adigo-azi-li: Cuku nacọ azi ife acupulu acupu.

16 Ọzọkwasi mfu n'okpulu anya-anwu, n ebe anekpe ikpe, na ife ọjọ di n'ebe afu; *mfu* n'ebe ezi omume, na ife ọjọ di n'ebe afu. 17 Munwa wekwue n'obim, si, Cuku gekpe onye ezi omume na onye ọjọ ikpe: makana izuzu nine na ọlu nine nwelu ọge-fa n'ebe afu. 18 Munwa wekwue n'obim, si, *Ọbu* maka ifi umu madu, ka Cuku wenwa fa, ka fa wefu azi na fa n'onwefa di *ka* anumanu. 19 Makana ife nekwudo umu madu nekwudo anumanu; ofu ife afu nekwudo fa nabọ: ka ofu si anwu, ọbu nọfu ka ibe-ya si anwu; eye, fa nine nwelu ofu iku-ume afu; ọnwerọ ife ọbuna madu ji ka anumanu: makana ife nine bu sọ ife nkiti. 20 Fa nine nana n'ofu ebe; fa nine si n'uzuzu puta, fa nine gecigha azi n'uzuzu. 21 Onye malu mọ umu madu ma nke afu narọgo arọgo, na mọ anumanu ma-ọbu na nke afu nezida ezida n'ani? 22 Mwefu na ọnwerọ ife di nma kalia ka madu naṅuli n'ọlu-ya-ga; makana nke

Digitized by Google

afu bu òkè-ya : makana onye gewecigha ya azu ka ọfu ife geme ma yanwa nwurusia ?

4 1 Munwa wecigha fu nkpagbu nine anakpagbu n'okpulu anya-anwu : ne, anya-mili ndi anakpagbu, fa enwerọ onye ntasi-obi ; ike di n'akuku ndi nakpagbu fa, ma fa enwerọ onye ntasi-obi. 2 Munwa weja ndi nwulu anwu bú ndi nwurugoluli anwu kalia ndi di ndu bu ndi afu difu ndu ; 3 eye, *elolum na* onye nadinurọnu, nafunurọ ajọ ife nke aneme n'okpulu anya-anwu, ka fa nabọ nmá.

4 Munwa wefu àkànyà nine na ọlu ǹkà nine, na ọbu maka ifi nka ka madu-ibe onye ji ekwoso ya ekwolo. Nka bu azi ife nkiti na icọ *inwude* ifufe. 5 Onye nsọkwu kpakọbalu aka-ya ọnu, neli aru onweya. 6 Ofu nju-aka n'izulu-ike ka nju-aka nabọ n'àkànyà na icọ *inwude* ifufe.

7 Munwa wecigha wefu ife nkiti n'okpulu anya-anwu. 8 Ofu onye di *sọsọ ya kwu*, ọnwerọ onye abọ : eye, ọnwerọ nwa nke ọnenwe nwa-nne ; ma àkànyà nine ọnadọ enwerọ njedebe, nke afọ neju anya-ya n'àkù. *Ọnasi*, Onyezi ka munwa nadọlu àkànyà, nanapu nkpulu-obim ezi ife ? Nka bu azi ife nkiti, eye, nka bu ajọ àkànyà. 9 Ibọa ka ofu nmá ; makana ezi ine-olu dili fa n'àkànyà-fa. 10 Makana ọbuluna fa ada, ofu gekunita ibe-ya : ma afufu gadili onye sọ ya kwu ma ọda, ọnwerọ onye abọ gekunita ya. 11 Ọzọkwasi, ọbuluna ibọa edinakọ, aru ekpo fa ọku : ma kezi ka aru gesi kpo *sọsọ* ofu onye ọku ? 12 Ọzọ ọbuluna madu aka onye sọ ya kwu n'ike, ibọa gakwulu n'iru ya ; udọ itọ atukọdolu n'ofu adetibe ọsisọ.

13 Nwata bú ọgbenya nwe amamife ka ezè bú

Digitized by Google

okenya bulu onye nsọkwu nmá, onye namarọ ka ogesi nalu idọ-nti ọzọ. 14 Makana osi n'unọ nga puta wecie eze; eye, amukwasi ya ọbulu ọgbenya ọbunadu n'ani-eze-ya. 15 Afulum ife nine di ndu nke nakpaghali n'okpulu anya-anwu, na fa dili nwata afu, nke-ibọa, nke nanọci anya-ya. 16 Amaguta ndi afu ọnu, bú ndi nine onecili: ma ndi gesonu amaṅuli n'ebe ọnọ. Ezie nka bu azi ife nkiti na icọ *inwude* ifufe.

5 1 Debe ukwu-i ma ibakọ n'unọ Cuku; makana ikpudebe inu okwu ka nmá kama icu aja ndi nsọkwu: makana fa adama na fa neme ajọ ife. 2 Ejina ọnu-i kwu okwu nelò èlò, nke obi-i nagbanu ngbanu n'ikwuputa okwu ọbuna n'iru Cuku; makana Cuku nọ n'enu-igwe, nginwa nọdu n'uwa: maka ya ka okwu-i di onenone. 3 Makana nlọ neso n'ọtutu ncekasi abia; ọnu onye nsọkwu neso ọtutu okwu. 4 Mgbe ikwelu Cuku nkwa di nsọ, akwacina ikwu ya; makana ife ndi nsọkwu adasọ Ya: kwua ife ikwelu na nkwa di nsọ. 5 Ọka nma ka ighalu ikwe nkwa, kama na ikwelu ghalu ikwu *ife ikwelu.* 6 Enyena ọnu-i uzọ ime ka aru-i me njọ; nke inekwu n'iru ukọ *Cuku,* na *nkwa* afu bu n'ámá-ámá: maka gini ka Cuku geji wewusa ọnu-i iwe, bia mebié ọlu aka-i-ga? 7 Makana *ọbu* sitena imelime nlọ-ga na ife nkiti na ọtutu okwu *ka esi eme nọfu:* ma tubalu Cuku egwu.

8 Ifu na anakpagbu ọgbenya, na aṅapulu azi ikpe na ezi omume n'ike n'ani aṅọci aci, ka okwu afu ghalu itu i n'anya: makana ofu Onye Nke ka onye di enu n'enu nariba ama; ndi ka fa enu di. 9 Ma elele ani dili ọra: ugbo nefe ezè *n'onweya.*

10 Onye fulu ego n'anya afọ ego ameju ya

onye fulu inwe-ri-nne n'anya nmasi ameju ya afọ: nka azi bu kwasi ife nkiti. 11 Mgbe ezi ife bawanyelu, ndi neli fa abawanye: kezi ife ọbalu onye nwe fa, belu sọ iji anya-ya fu? 12 Ula onye nalu ọlu ugbo nadi usọ, ka-ọbu na oneli nwantinti nni ka-ọbu na oneli ri-nne: ma afọ ojuju nke ọgalanya adekwe ya alaru ula.

13 Nuku ajọ ife di nke mfulu n'okpulu anya-anwu, *nya bu*, àkù onye nwe ya debelu imelu onwe-ya ajọ ife: 14 àkù afu nana n'iyi sitena ajọ ọlu: ọbulu azi na ọmulu nwa, ife ọbuna amadi n'aka-ya. 15 Ka osi wesi n'afọ nne-ya puta, ọgagba ọtọ wena ka osi bia, ọmewe ife ọbuna nime àkànyà-ya, nke ogeji n'aka-ya naba. 16 Nka bu azi nuku ajọ ife, na ka osi dicasi webia, nọfu ka ogesi wena: kezi elele olitalu n'àkànyà ọdọlu ifufe? 17 Ubọsi-ya nine azi oneli nime ọcici, akpasulu ya iwe agadaga ọnwe azi ọya na iwe.

18 Ne, ife munwa fugolu na ọbu ezigbo ife na ife malu nma bu ka madu libe laba, fu ezigbo ife n'àkànyà-ya nine, nke ọnadọ n'okpulu anya-anwu, ọnu-ọgu ubọsi ndu-ya nke Cuku nyelu ya: makana nka bu òkè-ya. 19 Madu ọbuna azi Cuku nyelu àkù na ife akpakọbalu, nye azi ya efe ili nime ya, na inalu òkè-ya, na iñuli n'àkànyà-ya; nka bu onyinye Cuku. 20 Makana omelotakebe ubọsi-ga nke ndu-ya; makana Cuku naza *ya* n'añuli obi-ya.

6 1 Ofu ajọ ife di nke mfulu n'okpulu anya-anwu, onyidolu madu agadaga: 2 onye Cuku nyelu àkù, na ife akpakọbalu, na otuto, nkpa ife ọbuna eweghalu ikpa ya maka nkpulu-obi-ya n'ife ọbuna akpili nadọlu ya, ma Cuku adenye ya efe ogeji weli nime ya, ma ọbia neli ya; nka bu ife

nkiti, bulu azi ajọ ọya. 3 Ọbuluna madu amuta ọgu umu ise, di ndu imelime arọ, nkpulu-ubọsi nke arọ-ya-ga ewerie nne, ma afọ ejurọ nkpulu-obi-ya n'ezi ife, tinyekwue na enirọ ya; asim,.na onye amukwolu amukwo ka ya nma: 4 makana ọnabia n'ife nkiti, nana n'ọcici, ọcici nekpudo afa-ya; 5 ọzọ ọfunurọ anya-anwu nke ọnama ife; nka nwelu izulu-ike kalia nke ọzọ: 6 eye, ọbulu-godu na ọdi ndu nnu arọ ise, ma ọfurọ ezi ife: fa nca anarọfu n'ofu ebe ka? 7 Àkànyà nine madu nadọ bu ka aka weba n'ọnu, ma ademeju nkpulu-obi emeju. 8 Makana kedu elele onye amamife litakalili onye nsọkwu? *ma-ọbu* gini ka ọnwelu bú ọgbenya, nke malu akpaghali n'iru ndi di ndu? 9 Ọka nmá ka anya fu uzọ kama na nkpulu-obi ganawaghali: nka bu azi ife nkiti na icọ *inwude* ifufe.

10 Ife megolu eme, akpọgo ya-li afa gbo, ama-azi-li na nke afu bu madu: ọpurọ inuso onye ka ya ike ọgu. 11 Ebe imelime okwu di nke nabawanye ife nkiti, kedu ka osi balu madu n'ife? 12 Makana onye malu ife dili madu nmá na ndu-*ya*, ọnu-ọgu ubọsi ndu ife nkiti ya nke ọnanọli dika onyinyo? makana onye gegosi madu ife geme n'okpulu anya-anwu ma ọnwurusia.

7 1 *Ezigbo* afa ka ezigbo ude nmá; ubọsi ọnwu *madu* ka ubọsi amulu ya nmá. 2 Ọka nma ije n'unọ anakwa *ozu*, kama n'unọ anala *manya:* makana nke afu bu isi-njedebe madu nine; onye di ndu gecigha ya n'obi-ya. 3 Iru uru ka imu amu nmá: makana sitena ngbalu iru gbalulu ka eji eme ka obi di nma. 4 Obi ndi amamife nadi n'unọ anakwa *ozu*; ma obi ndi nsọkwu nadi n'unọ aṅuli. 5 Ọka nma inu ṅba onye amamife kar

na madu ganu abù ndi nsọkwu. 6 Makana etu ogwu si ara *ma ọnele ọku* n'okpulu ite, ọbu nọfu ka ámú onye nsọkwu si di: nka azi bu ife nkiti: 7 Ezie nkpagbu neme ka onye amamife bulu nkwukwu; onyinye neme ka obi *amamife* na n'iyi. 8 Isi-njedebe okwu naka isi-nbido-ya nmá: onye nwelu mọ ndidi ka onye nwelu mọ di enu nmá. 9 Ewekwana iwe ọsisọ na mọ-i: makana iwe nwelu ọnọdu-ya n'afọ ndi nsọkwu. 10 Asikwana, Gini kpatalu ubọsi-ga nke galu aga ji ka nke ka-ọdinwọ nma? Makana ijiro amamife weju ajuju maka nka. 11 Amamife di nmá dika ùkwù: eye, ọdi-kalisili fa nma bu ndi nafu anya-anwu anya. 12 Makana amamife bu ife ncedo, ego bu *azi* ife ncedo: ma elele ife ọmuma bu, na amamife neme ka onye nwe ya di ndu. 13 Nene ọlu Cuku: onye pulu ikwuzi ife, nke Ọmelu ka ọgbagọ agbagọ? 14 N'ubọsi ezi ife nwe obi usọ, n'ubọsi ajọ ife nene: Cuku emego azi ka ofu na ibe-ya kwura, ka madu weghalu icọputa ife ọbuna geso ya.

15 Ife nine a ka mfugolu n'ubọsi ife-nkitim: onye ezi omume dı nke nana n'iyi n'ezi omume-ya, onye ọjọ di azi nadite *ndu-ya* aka nime ajọ ife ọneme. 16 Abufena onye ezi omume oke; nke inenwefe amamife oke: maka gini ka igeji mebi onwei? 17 Abufena onye ọjọ oke, nke inadi nsọkwu: maka gini ka igeji nwucu anwucu. 18 Ọdi nma ka ijide nka; eye, na nke afu ewepukwana aka nime ya: makana onye natulu Cuku egwu gesi nime fa nine puta.

19 Amamife bulu onye amamife ike kalia madu ili nacinu n'obodo. 20 Ezie ofu onye ezi omume adiro n'uwa, neme ezi ife, nademe njọ. 21 Ọzọkwasi ọtụkwasina obi-i n'okwu nine anekwu; maka inu

ka odibo-i kpọlu i iyi: 22 makana obi-i malu na ngi n'onwei nakpọ azi ndi ọzọ iyi ugbolo ugbolo.

23 Ife nine a ka mnwalu sitena amamife: msi, Agamenwe amamife; ma amamife ditelum aka. 24 Ife nke di adi ditelu aka, mi-azi-li ezigbo omimi; onye gacọputa ya? 25 Mwerughalia, munwa na obim, ima na inyocaputa, na icọ amamife na isi *ife-ga*, na ima na ife ọjọ bu ife nsọkwu, na nsọkwu bu ala: 26 munwa fu azi ife ṅukalili ọnwu n'inu, *nya bu* nwayi obi-ya bu ọnyà na ife ntufi-ga, aka-ya *bulu* udọ-ga: onye di nma n'anya Cuku gagbanari ya; ma ọganwude onye ọjọ. 27 Ne, nka ka mfulu, bú ife Onye nakpọ nzukọ kwulu, iji ofu ife sikwu ibe-ya, icọputa ọnu-ọgu-*ya:* 28 nke nkpulu-obim nafu acọlili, ma akamafunurọ: ofu nwoke nime nnu nabọ na iruli ka mfugolu; ma ofu nwayi nime fa nine ka mnafunurọ. 29 Ne, sọsọ nka ka mfulu, na Cuku kelu madu ka ọkwulu ọtọ; ma fa zuputalu imelime izuzu.

8 1 Onye di ka onye amamife? onye malu ikọ-ani okwu? Amamife madu neme ka iru-ya namu amu, ike nke iru-ya nerughalili azi. 2 Munwa *atunye i alo*, Debe ife ezè kwulu, maka ifi iyi nke Cuku azi. 3 Ewena ọsọ pua n'iru ya; akwudidena n'ajọ ife: makana ọneme ife ọbuna sọlu ya. 4 Makana okwu eze *nwelu* ike; onye gasi ya, Gini ka ineme? 5 Onye nedebe ife etili n'iwu amama ajọ ife; obi onye amamife namata ọge na ikpe: 6 makana ọge na ikpe dili izuzu ọbuna: makana ajọ ife madu di nuku n'aru-ya: 7 makana ọmarọ ife gemenu; makana onye gegosi ya ka ogesi di? 8 Ọnwerọ madu ọbuna naci ifufe inado ifufe; nke ọnaci ubọsi ọnwu; ngupu adiro n'agha *afu:* nke ife ọjọ geme ka onye nwe

gbapu. 9 Ife nine a ka mfugolu, tukwasi obim n'ọlu nine analu n'okpulu anya-anwu: ọge *di* mgbe ofu madu naci madu ọzọ iwetalu onweya ajọ ife.

10 Mwefu ka enili ndi ọjọ, fa na *n'ini;* ndi meluli ife kwu ọtọ si n'ebe di nsọ pua, ecezọ fa nime obodo; nka bu azi ife nkiti. 11 Makana adekpe ajọ ọlu ikpe ọsisọ, nya ka obi umu madu ji juputa nime fa ime ajọ ife. 12 Ọbulugodu na onye njọ geme ajọ ife ọgu ugbolo ise, setiwanye *ubọsi*-ya azi, ma munwa malu ezie na ọgadili ndi natulu Cuku egwu nmá, bú ndi natu egwu n'iru Ya: 13 ma ọmadili onye ọjọ nmá, nke ọnesetiwanye ubọsi-*ya nke di-ga* ka onyinye; makana ọdatu egwu n'iru Cuku. 14 Ofu ife nkiti di neme n'uwa; na ndi ezi omume di, ndi onekwudo dika ọlu ndi ọjọ si di; ozọkwasi, ndi ọjọ di, ndi onekwudo dika ọlu ndi ezi omume si di: msi na nka azi bu ife nkiti. 15 Munwa weto aṅuli, makana madu enwerọ ife ka nma n'okpulu anya-anwu, kalia ka oneli, nala, naṅuli aṅuli: makana nke afu gadinyelu ya n'àkànyà-ya ubọsi *nine* nke ndu-ya nke Cuku nyelu ya n'okpulu anya-anwu.

16 Ka mnyelu obim ima amamife na ifu nccekasi nine anecekasi n'uwa: (makana madu difu azi nke anya-ya nadafu ula ka efifie ka ucici:) 17 mwefu ọlu nine nke Cuku, na madu apurọ icọputa ọlu analu n'okpulu anya-anwu: makana amaka madu adọna àkànyà icọ ya, ma ọmacọputa ya; tinyekwue, ọbuluna onye amamife 9 asi na ya gama ya, ma ọpurọ icọputa ya. 1 Makana ife nine a ka mtinyelu n'obim, nya bu inyocaputa ife nine a: na ndi ezi omume, na ndi amamife, na ife-nru-fa, di n'aka Cuku: ka-

ọbu ifu-n'anya ka-ọbu ikpo-asi, madu amarọ; ife nine di n'iru fa. 2 Ife nine nadakwasi madu nine n'ofu aka afu: ofu ife nekwudo ka onye ezi omume ka onye ọjọ; ka ezi madu ka ajọ madu; ka onye di ọca ka onye lulu inyi; ka onye nacu aja ka onye nadacu: ka ezi madu si di, nọfu ka onye njọ si di; ka onye natulu iyi egwu si di, nọfu ka onye nańu iyi si di. 3 Nka bu ajọ ife n'ife nine aneme n'okpulu anya-anwu, na ofu ife afu nekwudo *madu* nine: eye, obi umu madu juputa-azili n'ajọ ife, ala di n'obi-fa ka fa dilili ndu, emesia fa ạnaku ndi nwulu anwu. 4 Makana onye dilili n'etiti ndi nine di ndu ka ncekwube dili: makana nkita di ndu ka agaba nwulu anwu nmá. 5 Makana ndi di ndu malu na fa ganwu: ma ndi nwulu anwu amarọ ife ọbuna, nke fa nenwe ine-ọlu ọzọ; makana ecezọsili nceta-fa. 6 Ka ifu-n'anya-fa, ka ikpọ-asi-fa ka ekwolo-fa, anasigo n'iyi; fa enwenutazi òkè n'ife ọbuna aneme n'okpulu anya-anwu.

7 Jebe, welu ańuli libe nni-i, welu azi obi ọma laba manya-fain-i; makana ọlu-i asọgoli Cuku. 8 Ka ákwà-i nenwu ọca mgbe nine; ka nkpa ude ghalu ikpa isi-i. 9 Welu ańuli binyelu nwunye ifulu n'anya ubọsi nine nke ndu ife nkiti i, nke Ọnyegolu i n'okpulu anya-anwu, ubọsi nine nke ife-nkiti-i: makana nke afu bu òkè-i na ndu, na ime àkànyà-i nke inadọ n'okpulu anya-anwu. 10 Ife ọbuna aka-i fulu imenu, welu oko-i nine me *ya;* makana ọnwerọ ọlu, ma-ọbu izuzu, ma-ọbu ife ọmuma, ma-ọbu amamife ọbuna, di na Ṣeol, ebe nginwa jekọ.

11 Mcigha, fu n'okpulu anya-anwu, na iwu-ọsọ esorọ n'onye nwelu ukwu ọsọ, nke ndi sili ike nemeli agha, nke nni nadili ndi amamife, nke àkù nadili ndi nwelu nghọta, nke iru-ọma nadili ndi

malu ife; ma ọge na ife omeme nekwudo fa nine.
12 Makana madu azi amarọ ọge-ya; dika azù anwudelu n'ajọ agadabu, na dika nnunu nama n'ọnya, ọbu nọfu ka umu madu si ama n'ọnya n'ajọ ọge, mgbe ọdakwasili fa na ntumade.

13 Afugo-azim amamife n'okpulu anya-anwu nọnwọ, nke afu bulum nuku ife: 14 ofu ọbele obodo di, madu onenone bili nime ya; ofu nuku eze bia imedide ya, nọrube ya okilikili, lubido ya nuku unọ-ga ibu agha: 15 afulu nwoke bú ọgbenya nwelu amamife nime ya, onye afu wesite n'amamife-ya zọputa obodo afu; ma ọnwerọ madu ọbuna cetalu nwoke afu bú ọgbenya. 16 Munwa wesi, Amamife ka ike nmá: ma aneneni amamife ọgbenya afu, adanu okwu-ya.

17 Okwu ndi amamife *ekwulu* na nwayọ ka ananu kalia nkpu onye nacinu n'etiti ndi nsọkwu. 18 Amamife ka ife agha nmá: ma ofu onye

10 njọ neme ka imelime ezi ife na n'iyi. 1 Ijiji nwulu anwu nakpata ka ude onye neme ife ísì ọma nesi ísì nele azi ule: *ọbu nọfu ka* nwantinti nsọkwu *si* akali amamife na otuto n'alọ. 2 Obi onye amamife nadi ya n'aka-nni; ma obi onye nsọkwu nadi ya n'aka-ekpe. 3 Eye, mgbe onye nsọkwu naga azi n'uzọ, obi-*amamife*-ya ebenata, ọnagwa madu nine na ya bu onye nsọkwu. 4 Ọbuluna mọ onye nacinu binili imedide i, arapukwana ọnọdu-i; makana ime nwayọ neme ka arapu nuku njọ-ga. 5 Ofu ajọ ife di nke mfulu n'okpulu anya-anwu, ọdi ka nmefie nesi n'aka onye nacinu aputa: 6 nsọkwu ka edebelu n'ọkwa di ezi enu, ndi-ọgalanya anọdu n'ebe di ani. 7 Afugom ìrù ka fa nọ n'enu anyinya, fu ndi-isi ka fa neje dika ìrù n'uwa. 8 Onye gwulu

onunu gadaba nime ya; onye wapulu ogige, agwọ gata ya. 9 Onye nebupu nkpuma-ga fa gemelu ya aru; onye nawa osisi nọ n'ize-ndu n'ebe osisi di. 10 Ọbuluna ígwè adirọ nkọ, ma madu amurọ iruya amu, ogetiwanye azi ike: ma amamife naba elele n'ikpazi nkpazi. 11 Ọbuluna agwọ ata tupu alalu ya, nyabu na elele amadizili onye ulà. 12 Okwu ọnu onye amamife di-ga amala; ma egbugbele-ọnu onye nsọkwu geno-ga ya n'onweya. 13 Isi-nbido okwu ọnu-ya bu ife nsọkwu: isi-njedebe ife onekwu bu ajọ ala. 14 Onye nsọkwu neme azi ka okwu ba uba: *ma* madu adama ife gemenu; na nke geme ma ọnwurusia, onye gegosi ya? 15 Àkànyà ndi nsọkwu nagwu onye ọbuna nime fa ike, makana ọmarọ ka ogesi je n'obodo. 16 Afufu gadili i, ngi ani, ma eze-i bulu nwata, ndi-isi-i aneli olili n'ututu! 17 Aṅuli nadili i, ngi ani, ma eze-i bulu nwa ndi amalu afa-fa, ndi-isi-i aneli ife n'ọge-ya, maka *inwe* ike, ọburọ maka itu manya! 18 Sitena ọbọ ka enu unọ ji eze eze; sitena ifanye aka n'ukwu ka unọ ji eri mili. 19 Anesi olili ka ámú wedi, manya neme ka ndu nwe aṅuli: ego nemezu ife nine. 20 Akpọkwana ezè iyi, mba, ọburaba n'uce-i; nke inakpọ ọgalanya iyi n'ime-unọ-i: makana nnunu nke ígwé gebulu onu afu, ife nwelu nku gegosi okwu afu.

11 1 Tunye ife-olili-i n'enu mili-ga: makana igafu ya ma imelime ubọsi gasia. 2 Nye isa n'ofu n'ofu ofu òkè, eye, nye azi asatọ; makana imarọ ajọ ife gadi n'enu uwa. 3 Ọbuluna ulukpu eju na mili ozizo, fa erupu n'ani: ọbuluna osisi adasi n'adagbe, ma-ọbu n'Ugwu, ebe osisi dalu ebe afu ka ọgatọgbọlu. 4 Onye nariba ifufe ama amagha nkpùlu; nke onye nenekwasi ulukpu ar

nagho agho. 5 Etu inesiro ma uzo ifufe si aga, *ma-obu* ka okpukpu si *eso* n'afo nwayi di ime; obu nofu ka inesiro ma olu Cuku Onye nalu fa nine. 6 Gha nkpulu-i n'ututu, n'anyasi ewepukwena aka-i: makana imaro nke gaga ofuma, maobu nka, ma-obu nke nu, ma-obu na fa nabo gadi ofu aka nmá. 7 Ife naso uso ezie, obulu azi ife di nmá iji anya wefu anya-anwu. 8 Eye, obuluna madu adi ndu imelime aro, ka onuliba na fa nine; ma ka oceta ubosi ocici, makana fa gaba uba. Ife nine nabianu bu ife nkiti.

9 Nuliba, ngi nwa-okolobia, n'okolobia-i; ka obi-i neme i nma n'ubosi idi n'okolobia, neje n'uzo *nine* nke obi-i, ya na ka anya-i si afu: ma ngi malukwo, na Cuku geweta i n'ikpe maka ife nine ndia. 10 Nyabu weruka ife nwuta n'obi-i, wepu ajo ife n'aru-i; makana okolobia na ogeibu-n'isi bu ife nkiti.

12 1 Ozo ceta Onye kelu i n'ubosi idi n'okolobia, ebe ubosi ajo ife nakaro bia, nke aro nakpudebe azi, mgbe igeji si, Fa asoromusọ; 2 ebe anya-anwu, na ife, na onwa, na kpakpando, nakaro gbacie, nke ulukpu nakwuci ma mili zosia: 3 n'ubosi nke ndi nedebe uno gama aru nni, ndikom sili ike erunata onwefa, umu-nwayi negwe nni akwusi makana fa apuro nko, eme ka anya gbacie umu-nwayi nesi na windo eneputa anya, 4 emecie uzo n'ilo; mgbe onu igwe nni geji na ani, madu geteta n'onu nnunu, umu-agbo nine nabu abù gerulu; 5 eye, fa gatulu *ife di* enu egwu, akpajiji *gadi* n'uzo; osisi almond gara ifulu, okwokwolo gabu ibu, ocico gagwu: makana madu nako n'uno-yadi okpu, ndiákwá anejeghali n'ilo-ga: 6 ebe udo ona-oca nakaro topu, nke okwa ona-edo netiwa, nke ite nadawa n'isi-iyi, nke ife nese mili

netiwa n'onunu mi; 7 etum ecighakute ani ka osi dili, mọ ecighaku Cuku Onye nyelu ya. 8 Sọsọ ife nkiti, ka Onye nakpọ nzukọ kwulu; fa nca bu ife nkiti.

9 Ọzọkwasi, makana Onye nakpọ nzukọ nwelu amamife, ọnakuzilili ndi *ani-ya* ife ọmuma; eye, ọnege nti, nacọputa, nedo ọtutu inu n'usolo. 10 Onye nakpọ nzukọ cọlu icọputa okwu diga usọ, na nke edelu ka ọkwulu ọtọ, *bú* ezi okwu-ga.

11 Okwu ndi amamife nadi-ga ka ndudu efi, *okwu* ndi-isi nzukọ nadi-ga ka ntu-ga akpọminalu ọfuma, bú okwu ofu onye ọzuzu atulu kwulu. 12 Ọzọkwasi, nwam, nalu ndumọdu: ọnwerọ isi-njedebe bú imebe ọtutu akwukwọ; imelime nmuta bulu aru ike ọgwugwu.

13 *Nka bu* isi-njedebe okwu; anucasigo ife nine: tualu Cuku egwu, debe ife Oti-ga-lu n'iwu; makana nka bu *ọlu* madu nine. 14 Makana Cuku geweta ọlu nine n'ikpe, na ife nine zolu ezolu, maọbu ezi ife ma-ọbu ajọ ife.

ABÙ NKE ABÙ-GA.

1. 1 Abù nke abù-ga, nke bu nke Solomon.

2 Ka ọwelu isusu-ga nke ọnu-ya wesusuem:
Makana usọ-i ka manya-fain nmá.

3 Ude-i nwe-ga-lu ọmalica ísì usọ;
Afa-i di *ka* ude eruputalu eruputa;
Nya kpatalu na ife-i nasọ umu-agbọ.
4 Dọlum; ayi gagbaso i:
Eze akpọbatagom n'ime-unọ-ya-ga:
Ayi gegoli ńulia ạzi na ngi,
Ayi ganefota maka usọ-i kalia manya-fain:
Fa nafu i n'anya n'uzọ kwu ọtọ.

5 Munwa neji nji, ma amalum nmá,
Unu umu nwayi nke Jerusalem,
Dika ikwu-ga nke Kida,
Dika ákwà nkwubạ-ga nke Solomon.
6 Enenam anya, makana munwa neji nji,
Makana anya-anwu acakwasigom.
Umu ndikọm nnem wewusalum iwe,
Fa melum onye nce nke ugbo fain-ga;
Ma ecerọm ugbo fain nke akam.
7 Gosim, ngi onye nkpulu-obim nafu n'anya,
Ebe inazu *ìgwè atulu i*, ebe ineme ka odina
ani n'efifie:
Makana gini kpatalu mji di ka onye ekpubelu
ekpube
Na nso ìgwè atulu nke ndi-ukpa-i?

8 Ọbuluna imarọ, ngi makalisili nmá n'etiti
umu-nwayi,
Pua sobe ukwu ìgwè atulu,
Zua azi umu ewu i na nso ikwu ndi nazu
atulu.

9 Ewelugom i, ngi ọyim,
Tunyelu anyinya nke ugbọ-ani Fero.
10 Agbugba-nti-i ma-ga-lu nma ná *ntutu* akpa-
ga-lu akpa,

Digitized by Google

Onu-i n'onu erulu.
11 Ayi gakpalu i ọna-edo
Ya na nkpọci ọna-ọca.

12 N'ebe eze nọ ani na tebel-ya,
Ude nād nkem nesipu ísì usọ ya.
13 Onye ife-ya nasọm dim *ka* ùkwù mua,
Nke togbọlu n'etiti alam.
14 Onye ife-ya nasọm dim *ka* ákpà ototo hena
N'ugbo fain-ga nke En-gedi.

15 Ne, imalu nma, ngi ọyim; ne, imalu nma;
Anya-i di-ga *ka* nduli.

16 Ne, imalu nma, ngi ọyim, eye, idi usọ:
Ebe-edina-ayi azi di ndù ndù.
17 Ufiege unọ-ayi *bu-ga* sida,
Ọlu ogonogo ayi bu-ga osisi fia.

2 1 Munwa bu *ototo* ros nke Ṣeron,
Ototo lili nke mgbulugudu.

2 Dika lili n'etiti ogwu-ga,
Ọbu nọfu ka ọyim nọ n'etiti umu nwayi.

3 Dika osisi apel n'etiti osisi di-ga n'ugboko,
Ọbu nọfu ka onye ife-ya nasọm nọ n'etiti umu ndikom.
Ọsọlum inọ n'okpulu ndo-ya,
Nkpulu-ya azi sọlu usọ n'ilem.
4 Okpọbatalum n'unọ manya fain,
Okọlọtọ-ya azi n'isim bu ifu-n'anya.
5 Welunu abadaba nkpulu fain amili ami zuam,
welunu *nkpulu* apel tunyem ndu:
Makana aru ifu-n'anya nanwu munwa.

6 Aka-ekpe-ya *di* n'okpulu isim,
Aka-nni-ya azi makulum.

7 Ejim nwunye okogbo-ga, na ene ọfia-ga,
Wegba unu iyi, unu umu nwayi Jerusalem,
Ka unu ghalu ikpani, ma-ọbu ikpọte ifu-n'anya,
Genye mgbe sọlu ya.

8 Onu onye ife-ya nasọm ! ne, ọbiana,
Nawuni enu n'enu ugwu-ga, nawu ikpọtọ n'enu ngọngọ-ga.
9 Onye ife-ya nasọm yili okogbo ma-ọbu nwa ene :
Ne, ọkwu n'azu aja-odudo-ayi,
Ọnenebata anya na windo-ga,
Osi na latis nenyo.
10 Onye ife-ya nasọm zalu, sim,
Binie, ọyim, onye nkem malu nma, bia.
11 Makana, ne, ọge ntumoyi aga,
Mili ozizo agwu gafe azi;
12 Afugo ototo n'ani;
Ọge abù *nke umu-nnunu* abiago,
Ananu onu nduli n'ani-ayi;
13 Osisi fig calu icucu fig-ya,
Fain azi nama-ga ifulu,
Fa siputalu ísì usọ fa.
Binie, ọyim, onye nkem malu nma, bia.
14 Ngi ndulim, nke di na ngbọwa nkpuma, n'ebe nzuzo nke ebe nkpọgonkpọ.
Ka mfu udi-i, ka mnu onu-i;
Makana onu-i di usọ, udi-i azi malu nma.
15 Nwudelunu ayi nkita ọfia, umu nkita ọfia, ndi nemebi ugbo fain-ga;

Digitized by Google

Makana ugbo-fain-ayi nama-ga ifulu.
16 Onye ife-ya nasọm bu nkem, munwa azi bulu nke ya:
Ọnazu *ìgwè atulu ya* n'etiti lili-ga.
17 Genye mgbe ubọsi geji ju oyi, onyinyo azi agbapusia,
Rughalia, onye ife-i nasọm, ka iyie okogbo ma-ọbu nwa ene
N'enu ugwu-ga nke Beta.

3 1 N'ucici n'enu akwa-edinam acọlum ya bú onye nkpulu-obim nafu n'anya:
Acọlum ya, ma afurọm ya.
2 *Asim*, Agamebini kita, gaghalia azi n'obodo,
N'ilo-ga na obodobo uzọ-ga,
Agamacọ ya bu onye nkpulu-obim nafu n'anya:
Acọlum ya, ma afurọm ya.
3 Ndi nce nagaghali n'obodo fulum:
Ndi msi, Unu fulu ya bu onye nkpulu-obim fulu n'anya ka?
4 Agafesiam fa-fu nwantinti,
Mgbe mji fu ya bú onye nkpulu-obim nafu n'anya:
Mjide ya, arapurọm ya,
Genye na mgbe mkpọbatalu ya n'unọ-be nnem,
Na ime-unọ-ya bú onye tulu imem.

5 Ejim nwunyẹ okogbo-ga, na ene ọfia-ga,
Wegba unu iyi, unu umu nwayi Jerusalem,
Ka unu ghalu ikpani, ma-ọbu ikpọte ifu-n'anya,
Genye mgbe sọlu ya.

Digitized by Google

6 Onye *bu* nka si n'ọfia kwu nkiti rọgona dika
ide nke anwulu,
Nesi ísì mua na frankinsens,
Ya na ife usọ nine egwe-ga-lu egwe nke onye
afia?
7 Ne, ọbu àkwà obubu nke Solomon;
Ọgu ndi-dike itọ nọrubelu ya,
N'etiti ndi-dike nke Israel.
8 Fa nine malu anya nmà, bulu ndi mutalu
agha:
Ebe onye ànọna ọfielu nmà-ya n'úkwù,
Maka ifi egwu n'ucici.
9 Eze Solomon melu n'onweya àkwà obubu
Nke osisi Lebanon.
10 Oji ọna-ọca kpu ide di-ga ya,
Ani-ya bu nke ọna-edo, ọnọdu-ya bu nke akwa
ododo,
Etiti-ya eji ifu-n'anya kpudo ya,
Sitena aka umu nwayi Jerusalem.
11 Puanu, unu umu nwayi Zaion, nene-azi-nu
eze Solomon,
Ka okpu okpu-eze nke nne-ya kpubegolu ya
n'ubọsi ọnubatalu nwunye,
N'ubọsi aṅuli obi-ya.

4 1 Ne, imalu nma, ọyim; ne, imalu nma;
Anya-i di-ga *ka* nduli n'azu akwa-ngbo-
do-i:
Ntutu-i di ka ìgwè ewu,
Nke dina n'akuku ugwu Gilead,
2 Ezé-i di-ga ka ìgwè *nne atulu* ndi ebelufu aji
ọfu,
Ndi si n'iwu aru rọgota;
Nke nne atulu ọbuna nime fa ci umu nabọ,

Digitized by Google

Onwero ofu efu anapulu *umu-ya* n'etiti fa.
3 Egbugbele-onu-i di-ga ka ade akwa nme-nme,
Okwu-onu-i malu nma:
Nko-iru-i di ka ibe pomgranet
N'azu ife-ngbodo-i.
4 Onu-i di ka uno enu Defid alulu idebe ife agha.
N'enu ebe ekobelu nnu akpani nabo na ogu ili,
Ota nine nke ndi-dike.
5 Ala-i nabo di ka umu okogbo nabo nke bu umu nabo nke okogbo,
Nke nata nni n'etiti lili-ga.
6 Genye mgbe ubosi geji ju oyi, onyinyo azi agbapusia,
Agameje n'ugwu mua,
Na ngongo nke frankinsens.
7 Imasili nma nca, oyim;
Onwero ntupo obuna di n'aru-i.

8 Si na Lebanon sobem, nwunye ofu*m*,
Si na Lebanon sobem:
Si n'enu Amana,
N'enu Sena na Hamon,
N'onu agaba-ga,
N'ugwu awolo-ga, nene.
9 Inyegom obi, nwa-nnem nwayi, nwunye ofu*m*;
Iwelugo ofu n'anya-i-ga wenyem obi,
Welu azi ofu iyagba nke onu-i.
10 Nekene ka uso-i si ma nmá, nwa-nnem nwayi, nwunye ofu*m*!
Nekene ka uso-i si ka ka manya fain nma!
Na ísì ude-i-ga makalili ife ísì uso nine!

11 Egbugbele-ọnu-i, ngi nwunye ọfu*m*, natu *ka* akpaka-anwu:
Manu-anwu na mili ala di-ga n'okpulu ile-i;
Ísì afe-i-ga azi di ka ísì Lebanon,
12 Ogige akpacili akpaci bu nwa-nnem nwayi, nwunye ọfu*m*;
Iyi akpacili akpaci, isi-iyi agbacili agbaci.
13 Anaka-i bu-ga ọmalica ogige *osisi* pomgranet-ga, nwelu nkpulu di-ga oke ọnu;
Hena na osisi nād,
14 Nād na safron,
Kalamọs na sinamon, nyelu osisi nine nke frankinsens;
Mua na alos, na ife ísì usọ amalu afa-fa.
15 *Ibu* isi-iyi nke ugbo-ga,
Onunu mili nke di ndu,
Na iyi si na Lebanon nèru eru.

16 Binie, ngi ifufe Ugwu; bia azi, ngi *ifufe* adagbe;
Fekwasi ugbom, ka ife ísì usọ di-ga ya werupusia.
Ka onye ife-ya nasọm ba nime ugbo-ya,
Welie nkpulu-ya di oke ọnu.

5 1 Abatam nime ugbom, nwa-nnem nwayi, nwunye ọfu*m*:
Ekpokọgom mua nkem na ife-ísì-usọm;
Alacagom akpaka-anwum na manu-anwum;
Alagom manyam na mili-alam.
Libenu, ndi-ọyim;
Labanu, eye, lajuenu afọ, unu ndi ife-unu nasọm.

2 Munwa dili n'ula, ma nkpulu-obim tetalu ula:

Ọbu onu onye ife-ya nasọm naku aka, *nasi*,
Meghelum *uzọ*, nwa-nnem nwayi, ọyim, nduli nkem, onye nkem zulu oke:
Makana isim julu n'igiligi,
Isi-ọfifiọm *julu* n'ọ̀tùtù nke ucici.
3 Eyipugom afe-azum; kedu ka mgesi yili ya?
Acagom ukwùm; kedu ka mgesi metọ fa?
4 Onye ife-ya nasọm tinyelu aka-ya n'ọghele *ọnu-uzọ*,
Afọm wecighalia maka ya,
5 Munwa binili igughelu onye ife-ya nasọm *uzọ*;
Akam wenakuda-ga na mua,
Nkpisi-akam azi natusisi na mua gbazelu agbaze,
N'enu nkpisi ugodi.
6 Munwa meghelu onye ife-ya nasọm *uzọ*;
Ma onye ife-ya nasọm ririkaluli onweya, gafe azi.
Nkpulu-obim apugoli mgbe okwulu okwu:
Acọlum ya, ma afurọm ya;
Akpọlum ya oku, ma ọzarọm.
7 Ndi nce nagaghali n'obodo fulum,
Fa tilim ife, fa melulum aru;
Ndi nece aja-odido-ga konarilim ákwà-oku-kom.
8 Agbam unu iyi, unu umu nwayi Jerusalem, ọbuluna unu fulu onye ife-ya nasọm,
Gini ka unu gegosi ya? Na aru ifu-n'anya nanwu munwa.

9 Gini bu onye ife-ya nasọ i kalia onye *ọzọ* ife-ya nasọ usọ,
Ngi onye makalisili nma n'etiti umu nwayi?

Digitized by Google

Gini bu onye ife-ya nasọ i kalia onye ọzọ ife-ya nasọ usọ,
Nke isi nọfu agba ayi iyi ?

10 Onye ife-ya nasọm nenwu ọca di azi nme-nme,
Onye arọputalu n'etiti ulannu na nnu ise.
11 Isi-ya di *ka* ọna-edo makalicasili na nmá;
Ntutu-ya-ga gbalu ọfia, neji *azi* nji ka ugo-ḷọma.
12 Anya-ya di-ga ka nduli n'usọ mili iyi;
Eji mili-ala ca, do azi ọfuma.
13 Agbugba-nti-ya di-ga ka nkpulu nke ife ísì usọ, dika nuku nkpulu nke nkpa-akwukwọ nesi ísì usọ:
Egbugbele-ọnu-ya di-ga *ka* lili, natusisi mua gbazelu agbaze.
14 Aka-ya di-ga *ka* ngba-aka ọna-edo akpunyelu nkpuma beril n'enu fa:
Afọ-ya di *ka* ọdu nenwu ọca eji safaia kpu-dosi.
15 Ukwu-ya di-ga *ka* ide mabel, akpukwasili n'enu ncinye nke ọmalica ọna-edo:
Udi-ya di ka Lebanon, malu agadaga nmá ka sida.
16 Ọnu-ya sọkalisili usọ: eye, ife nine ya nasọ usọ.
Nka bu onye ife-ya nasọm, nka bu azi ọyim,
Unu umu nwayi Jerusalem.

6 1 Ebe ka onye ife-ya nasọ i jelu,
Ngi onye makalisili nmá n'etiti umu-nwa-yi ?
Ebe ka onye ife-ya nasọ i dogolu iru,

Digitized by Google

Ka ayi wesolu i cọ ya?

2 Onye ife-ya nasọm gbadalu n'ugbo-ya, na nkpulu nke ife ísì usọ-ga,
Izu *onweya* n'ugbo, na ighọ lili-ga.
3 Munwa bu nke onye ife-ya nasọm, onye ife-ya nasọm bu nkem:
Ọnazu *ìgwè atulu ya* n'etiti lili-ga.

4 Nginwa malu nma, ngi ọyim, dika Taza,
Sọ usọ ka Jerusalem,
Di ajọ egwu dika usu ndi agha ci ọkọlọtọ,
5 Wepu anya-i n'irum,
Makana fanwa emeligom.
Ntutu-i di ka ìgwè ewu,
Nke dina n'akuku Gilead.
6 Ezé-i di-ga ka ìgwè nne atulu,
Ndi si n'iwu-aru rọgota;
Nke nne atulu ọbuna nime fa ci umu nabọ,
Ọnwerọ ofu efu anapulu *umu-ya* n'etiti fa.
7 Nko-iru-i di-ga ka ibe pomgranet
N'azu ife-ngbodo-i.
8 Ọgu inyeme dei itọ di, na ọgu umu-nwayi inọ eze nayi,
Na umu-agbọ nenwerọ iguta ọnu.
9 Ndulim, onye nkem zulu oke, bu *sọ* ofu;
Nwayi afu bu sọ ofu nwa nne-ya ji;
Yanwa bu onye arọtalu arọta nke onye mulu ya.
Umu nwayi fulu ya, kpọ azi ya onye nwelu añuli;
Eye, inyeme dei na umu-nwayi ọnayi, fa neto azi ya.

10 Onye bu nwayi nenepu anya dika ututu,

Ma nmá dika ọnwa,
Nenwu ka anya-anwu,
Di ajọ egwu dika usu ndi agha ci ọkọlọtọ ?

11 Agbadalum n'ugbo nke nkpulu-ga,
Ifu ife aku-ga-lu di afifia ndu nke mgbulu-gudu,
Ifu ma fain walu anaka,
Ma pomgranet malu ifulu.
12 Ebe mnakarọ malu, nkpulu-obim dọbalum
N'etiti ugbọ-ani-ga nke ndi nkem kwenyelu ekwenye.

13 Cigha, cigha, ngi onye-Sulamait;
Cigha, cigha, ka ayi wekilie i.

Gini melu unu geji kili onye-Sulamait,
Dika ikili egwú nke Mahanaim ?

7 1 Nekene ka ama-ukwu-i si bulu sọ nma *n'akpukpọ-ukwu* sandal-ga, ngi nwa onye amalu afa-ya ?
Ọgbọdọgbọ-ukwu-i nke di okilikili di-ga ka ife icọ nma,
Ọlu aka onye ǹkà.
2 Otubo-i di *ka* ọkwa di okilikili,
Nke nkpa manya ngbagwa nakparọ :
Afọ-i di *ka* obo okili
Ekporubelu lili okilikili.
3 Ala-i nabọ di ka umu okogbo nabọ
Bu umu nabọ nke okogbo.
4 Onu-i di ka unọ-enu ọdu ;
Anya-i-ga *ka* ọdọ mili di-ga na Heṣbon, na nso ọnu-uzọ-ilo Bat-rabim ;
Imi-i di ka unọ-enu Lebanon

Digitized by Google

Nke dolu iru na Damaskọs.
5 Isi-i di n'enu-i di ka Kāmel,
Ntutu isi-i azi di ka ododo;
Eji ọkpukpa-*ya* wefiedo ezè.
6 Nekene ka isi ma nmá na kà ife-i si asọ usọ,
Ngi nwayi mfulu n'anya, maka ife usọ-ga!
7 Ogonogo-i nka yili nkwu
Ala-i azi *di-ga* ka ákpà *nkpulu fain.*
8 Asilim, Agamali enu nkwu,
Agamekwedo igu-ya aka:
Ka ala-i di-ga ka ákpà fain,
Ísì imi-i di ka apel;
9 Ọnu-i azi dika manya fain makalicasilinu,
Nke nerudalu onye ife-ya nasọm ọfuma,
Neru nwayọ n'egbugbele-ọnu ndi larulu ula.

10 Munwa bu nke onye ife-ya nasọm,
Ọcicọ-ya azi di n'ebe mnọ.
11 Bia, onye ife-i nasọm, ka ayi pua n'ọfia;
Ka ayi nwua ula n'ọgbe-ga.
12 Ka ayi niri n'uzọ ututu je n'ugbo fain-ga;
Ka ayi fu ma fain awago anaka, *ma* ọmago ifulu,
Ma pomgranet amago ifulu:
Ebe afu ka mgenye i ife-usọm.
13 Mandrek nenye-ga ísì ọma,
N'ọnu-uzọ-ayi-ga ka *nkpulu* nine di oke ọnu
di, ọfu na ocie.
Nke mkpakọbalu i, ngi onye ife-i nasọm.

8 1 Buluzidu na igadi ka nwa-nnem nwoke,
Nke lalu ala nke nnem!
Mgbe mfulu i n'ilo, agamesusu i ọnu;
Eye, onye ọbuna amenenim azi.
2 Agamedu i, kpọbata i n'unọ nnem,
Igakuzilim;

Digitized by Google

Agameme i ka ila manya fain etinyelu ife ísì
usọ,
Nke mili pomgranet nkem.
3 Aka-ekpe-ya *gadi* n'okpulu isim,
Aka-nni-ya azi gamakum.

4 Agbam unu iyi, unu umu nwayi Jerusalem,
Ka unu ghalu ikpani, ma-ọbu ikpọte ifu-
n'anya,
Genye mgbe sọlu ya.

5 Onye bu nka, nke si n'ọfia kwu nkiti rọgota,
Dabebe onye ife-ya nasọ ya?

N'okpulu osisi apel ka mkpọtelu i:
Ebe afu ka nne-i nọ ime i neme ya,
Ebe afu ka ime melu onye muputalu i.

6 Debem dika ife iri ama n'obi-i, dika ife iri
ama n'ọgwe-aka-i:
Makana ifu-n'anya sili ike dika ọnwu;
Ekwolo di ntulu dika Ṣeol:
Ngbupu di-ga ya bu ngbupu ọku,
Ile ọku nke Ja n'onweya.
7 Imelime mili apurọ imenyu ifu-n'anya,
Nke iji nelikpu ya:
Ọbuluna madu genyesi àkù nine nke unọ-ya
maka ifu-n'anya,
Agenenisi ya nca.

8 Ayi nwelu ofu ọbele nwa-nne nwayi,
Ọkpurọ ala ọbuna:
Gini ka ayi geme maka nwa-nne-ayi nwayi
N'ubọsi mgbe agekwube okwu-ya?

Digitized by Google

9 Obuluna nwata afu bu aja-odido,
Ayi gedokwasi ya unọ-enu nke ọna-ọca:
Obulu azi na obu ọnu-uzọ,
Ayi geji ibe osisi sida wemecibido ya.

10 Munwa bu aja-odido, alam azi dika unọ-enu
di-ga ya:
Mgbe afu adim n'anya-ya dika onye fulu
ndokwa.
11 Solomon nwelu ugbo fain na Beal-hamon;
Orili ugbo fain afu nye n'aka ndi nce;
Ebe onye anọna ọgeweta maka nkpulu-ya
nnu ibe ọna-ọca nabọ na iruli.
12 Ugbo fain nkem, nke bu nkem, di n'irum:
Ngi, Solomon, genwe nnu nabọ na iruli afu,
Ndi nece azi nkpulu afu di ya iruli.

13 Ngi onye bi nime ugbo-ga,
Ndi ukpa nana nti onu-i:
Mem ka mnu ya.

14 Gbapu, ngi onye ife-i nasọm,
Yie azi okogbo ma-obu nwa ene
N'enu ugwu ife isi usọ.

AKWUKWỌ AMUMA
AISAIA.

1 1 Ofù Aisaia nwa Emoz, nke ọfulu maka Juda na Jerusalem, n'ubọsi Ozaia, Jotam, Ehaz, na Hezekaia, ndi-eze Juda.
2 Nulunu, unu enu-igwe, ge nti, ngi uwa, ma-

kana Jehofa ekwugo okwu : Azunitagom umu me ka fa di enu, fanwa ejefiego medidem. 3 Efi nama onye nwe ya, anyinya-ibụ nama agbuke dinwenu-ya : *ma* Israel amarọ, ndi nkem aghọtarọ. 4 Ewù mba di njọ, ndi ebolu ajọ omume, nkpulu ndi neme ajọ ife, umu ndi nemebi ife : fa arapugo Jehofa, fa enenigo Onye di Nsọ nke Israel, fa abulugo ndi ani madu, *dacigha* azu. 5 Gini melu ageji ti unu ife ọzọ ? unu gejefiewanyelili ? isi nine naya ọya, aru nanwu obi nine. 6 Sitena ọbu-ukwu genyena isi ọnwerọ nke zulu oke na ya ; *ma* ọnyá, na itilu-aru, na ọnyá mawu-ga-lu amawu : akemecirọ fa, nke anekebe fa, nke aneji ude eme ka fa di nlo. 7 Ani-unu emego nkpọnkpọ ani ; esulego obodo-unu-ga ọku ; ani-ugbo-unu, ndi ani madu neli ya n'iru unu, ọmego nkpọnkpọ, dika akwakpọlu ya sitena aka ndi ani madu. 8 Arapugo ada Zaion dika ebe ize-ọdu n'ugbo fain, dika unọ inwu ula n'ugbo kukọmba, dika nuku obodo anọcibidolu. 9 Belu sọ ma Jehofa nke usu *ndi agha* arapugolu ayi madu onenone fọdulunu, ayi akadi ka Sọdom, ayi akeyi Gọmora.

10 Nulunu okwu Jehofa, unu ndi-isi Sọdom ; genu nti n'iwu Cuku-ayi, unu ndi Gọmora. 11 Kedu isi imelime aja unu nacunyem ? ka Jehofa kwulu : àjà nsụ̀e-ga nke ebunu, na abuba anumanu azu-ga-lu azu, ejugom afọ ; ọbala oke efi-ga, ma-ọbu nke umu atulu, ma-ọbu nke nkpi-ga, asọrọm. 12 Mgbe unu bialu ka afu unu n'irum, onye cọlu nka n'aka-unu, ka unu zọtọ ogigem-ga ? 13 Unu ebutazina ife nru nke ife nelorọ elo ; àjà ife ísì usọ bu ife alu n'anyam ; ọnwa ọfu na ubọsi sabat, ikpọkọ nkpọkọ-ga,—apurọm inado ife nelorọ elo na nzukọ di asọ. 14 Nkpulu-obim nakpọ

ọnwa ọfu unu-ga na nzukọ-unu-ga asị: fa bum ibu; ike inado fa agwugom. 15 Mgbe unu sagbapulu aka-unu, agamezobelu unu anyam: eyẹ, mgbe unu nekpe ọtutu ekpelu, Mmanu: aka-unu juputalu n'ọbala. 16 Wuanu aru, menu ka unu di ọca; werukanu ajọ ife nke omume-unu-ga n'iru anyam; ghalunu ime ajọ ife: 17 mutanu ime ezi ife; cọbanu ikpe *kwu ọtọ*, kwuzienu onye neme ife-ike, kpebenu ikpe ndi nenwerọ nna, kwubenu ọnu ajadu.

18 Biko bianu, ka ayi lulita uka, ka Jehofa kwulu: ọbunadu na njọ-unu di-ga ka *ákwà* nmenme, fa gadi ọca dika sno; ọbunadu na fa di nmenme dika *akwa* ododo, fa gadi ka aji ọca. 19 Ọbuluna unu ekwe nanu azi anu, unu geli ezi ife nke ani: 20 ma ọbuluna unu aju wenupu isi, agelicapu unu sitena nmà-agha: makana ọnu Jehofa ekwugo.

21 Kedu ka obodo nke kwesili ncekwube si bulu nwayi nayi ọyi! obodo nke juputalu n'ikpe *kwu ọtọ!* ezi omume nwulu ula nime ya, ma kita ndi-ogbu madu. 22 Ọna-ọca-i abulugo inyi, ife-ọlila-i sili ike agwago ya mili. 23 Ndi-isi-i ejefiego, fa na ndi ori abulugo ndi ukpa; ebe onye anọna nime fa ọnafu ili-ngo n'anya, neso ife ine-ọlu: fa adekpe ikpe onye nenwerọ nna, nke okwu ikpe ajadu nabiakute fa.

24 Nya ka Dinwenu-ayi, bú Jehofa nke usu *ndi agha*, Onye di ike nke Israel, ji si, A, agamazọlu Onwem n'aka ndi nemedidem, agamabọ ọbọ n'aru ndi-ilom: 25 agamewecigha akam tukwasi i, nucapusia inyi-i nca, wepu azi ife nine gwalu aka nime i: 26 agamewecigha ndi-ikpe-i dika na mbu, na ndi-alo-i dika n'isi-nbido: emesia agakp

i Obodo ezi omume, obodo kwesili ncekwube. 27 Ageji ikpe wegbaputa Zaion, welu azi ezi omume *wegbaputa* ndi-ya cighananu. 28 Ma ntili ndi njefie na ndi njọ gabu n'ofu, ndi rapu-azi-li Jehofa ka agekpocapu. 29 *Osisi* terebint nke nasọ unu geme fa ifele, ugbo-ga nke unu rọtagolu gemenye unu ifele n'iru. 30 Makana unu gadi ka *osisi* terebint nke akwukwọ-ya kpọnwulu akpọnwu, di azi ka ugbo nke nenwerọ mili. 31 Onye di ike gadi ka nzuzu, ọlu-ya *gadi* ka iceke ọku; fa nabọ gele n'ofu, ọnye ọbuna amemenyu fa.

2 1 Okwu nke Aisaia nwa Emoz fulu maka Juda na Jerusalem.

2 Ọgeme azi n'ubọsi ọdi-n'iru, na ugwu unọ Jehofa gakwusi ike n'enu ugwu-ga, agebugo azi ya kalia ngongo-ga; mba nine genuba na ya. 3 Imelime ndi geje si, Bianu, ka ayi rọgolu n'ugwu Jehofa, n'unọ Cuku nke Jekob; Ọgakuzili ayi ọnwọ n'uzọ-Ya-ga, ayi ganeje n'ọkpu-uzọ Ya-ga: makana iwu gesi na Zaion pua, okwu Jehofa azi esite na Jerusalem. 4 Ọgekpe azi ikpe n'etiti mba-ga, balu imelime ndi nba: fa gakpughali nmà-agha-fa ka fa bulu ọgù, na ube-fa azi ka fa bulu nmà ikwaca osisi: mba amebunita nmà-agha medide mba, fa amamuzi agha ọzọ.

5 Unu unọ Jekob, bianu, ka ayi kpaghaliba n'lfè Jehofa. 6 Makana Irapugo ndi-l bú unọ Jekob, makana fa juputalu *n'ọdibendi* sitena iru-anya-anwu, *fa bu* azi ndi nenene ani dika ndi Filistia, fa na umu ndi-ọbia nekwekọ aka. 7 Ani-fa azi juputalu n'ọna-ọca na ọna-edo, àkù-fa enwerọ ugwu, ani-fa azi juputalu n'anyinya, ugbọ-ani-fa enwerọ ugwu. 8 Ani-fa azi juputalu n'alusi;

fa nesekpulu ọlu aka-fa, ife nkpisi-aka-fa melu. 9 Madu nkiti nesekpu ani, nuku madu azi nebuda onweya: nyabu Imagbaghaluzi fa. 10 Ba nime nkpuma, zobe onwei n'etum, n'iru egwu Jehofa, na iru ebube nbuni-Ya. 11 Agebudata anya di enu nke madu, agerube idi-enu nke madu, agebuni sọ Jehofa n'ubọsi afu. 12 Makana ofu mbọsi nke Jehofa nke usu *ndi agha* gadakwasi ife ngala na ife di enu ọbuna, na ife ọbuna ebunili enu; agebudata ya n'ani: 13 ọgadakwasi azi *osisi* sida nine nke Lebanon, nke di enu ebuni-azili enu, na *osisi* terebint nine nke Beṣan; 14 na ugwu nine nke di enu, na ngongo nine nke ebunili enu; 15 na unọ enu nine, na aja odido ọbuna sili ike; 16 na ugbọ nine nke Taṣiṣ, na ife nkili nine nke di usọ n'anya. 17 Agerube idienu nke madu, agebudata azi nbuni madu: agebuni sọ Jehofa n'ubọsi afu. 18 Alusi gagafesi nca nca. 19 Madu gaba nime ugbò nkpuma-ga, na ime onunu ani-ga, n'iru egwu Jehofa, na iru ebube nbuni-Ya, mgbe Obinili ka Oyie uwa egwu. 20 N'ubọsi afu madu gatunyelu mol na usu-ga alusi-ya-ga nke ọna-ọca, na alusi-ya-ga nke ọna-edo, nke fa melu ka ọnesekpulu; 21 ka fa weje nime ọnu nkpuma-ga, na ime ngbawa-ga nke akpukata nkpuma, n'iru egwu Jehofa, na iru ebube nbuni-Ya, mgbe Obinili ka Oyie uwa egwu. 22 Ghalunu madu, onye ume-ya di n'imi-ya: makana nime gini ka agagunye yanwa?

3 1 Makana, ne, Dinwenu-ayi, bú Jehofa nke usu *ndi agha*, newepu na Jerusalem na Juda nza na ife nzado, nza nine bú nni, na nza nine bú mili; 2 dike, na onye agha; onye ikpe, na onye amuma, na onye nafu ndi-mọ, na okenye;

3 ọci-agha nke ọgu nabọ na ili, na onye afulu iru-ọma, na onye alo, na onye amamife neme ǹkà, na onye ulà nwelu nghọta. 4 Agamewelu umuaka nye ka fa bulu ndi-isi-fa, umu ọfu azi ganaci fa. 5 Agemegbu ndi *Juda,* ebe onye anọna n'aka onye ọzọ, ebe onye anọna n'aka madu-ibeya: nwata gebunite onweya medide okenye, ndi di ani azi medide ndi di otuto. 6 Mgbe madu gadọdo nwa-nne-ya n'unọ nna-ya, *si ya,* Inwelu afe, bulu onye-isi-ayi, ka ngọngọ nka di n'okpulu aka-i: 7 n'ubọsi afu onye afu gewenita *onu-ya,* si, Mmabu onye nkeci; makana nni ma-ọbu afe adiro n'unọm: unu amemem onye-isi nke ndi nka. 8 Makana Jerusalem asọgo ngọngọ, Juda adago: makana ile-fa na omume-fa nemedide Jehofa, inupu isi n'okpulu anya otuto-Ya-ga. 9 Isọ-anya-madu-fa nagba ama medide fa; fa wegosi njọ-fa dika Sọdom, fa ezobero ya. Afufu gadili nkpulu-obi-fa! makana fa ewelugo ajọ ife wemekwulu onwefa. 10 Kwuenu maka onye ezi omume, na *ọgadili ya* nma: makana fa geli nkpulu omume-fa-ga. 11 Afufu gadili onye ọjọ! ajọ ife *gadili ya:* makana ife ọmekwulu *madu* ka ageme ya. 12 Ndi nkem, umu-aka nemegbu fa, umu-nwayi naci fa. Ngi ndi nkem, ndi nagbazili i fa dufulu i, fa nomili azi uzọ nke ọkpu-uzọ-i *nine.* 13 Jehofa akwulugo ọtọ ikwu ọnu-Ya, Ọnakwulu ka Ọkpe ndi *di n'ice n'ice* ikpe. 14 Jehofa gakpọlu ndi-ikenye nke ndi-Ya, na ndi-isi-ya, je n'ikpe: Ọbu ununwa likpulu ugbo fain afu; ife unu kwalili onye ebudalu ebuda di n'unọ-unu-ga: 15 gini melu unu ji etili ndi nkem, negweli azi iru onye ebudalu ebuda? ka Dinwenu-ayi, bú Jehofa nke *agha,* kwulu.

Digitized by Google

16 Jehofa wesi, Makana umu nwayi Zaion di enu, welu onu esetili eseti na anya neneghali eneghali wenakpaghali, nalọ nma n'ije-fa, neme ka *ife fa yi* n'úkwú-fa nara: 17 Dinwenu-ayi geme azi ka opu-n'isi umu nwayi Zaion kpoca, Jehofa gagbaba fa ọtọ. 18 N'ubọsi afu Dinwenu-ayi gewepu nmá nke ọna-úkwú-fa, na okpu azu-aga, na ife icọ-nmaga nke di ka ọnwa ọfu; 19 ife iji cọ nti nmá, na ọna-aka, na ákwà ngboci; 20 ákwà-isi-ga, na iyagba ukwu-ga, na akwa nfiedo-ga, na akpati ife ísì usọ-ga, na ọgwù iyi n'aru; 21 mgbaka-ga na mgbaka imi-ga; 22 afe olili-ga, na ákwà okuko-ga, na ákwà nfekwasi-ga, na akpa-ga; 23 enyo-akaga, na ọmalica ákwà ọca, na ákwà ekike-isi-ga, na ákwà ngbodo-ga. 24 Ọgeme azi, na kama ife ísì usọ ile-ule gadi; na kama ákwà nfiedo udọ; kama ntutu isi akpakwalu akpakwa isi nkpoca; kama ọmalica ákwà ákwà uju: kama nmá egbugbu-ọku. 25 Ndikom-i gada na nmà-agha, ndi di ike nke i azi gada n'agha. 26 Ọnu-uzọ-ilo-ya-ga gakwa ákwá rue azi uru; ọgatọgbọlu nkiti nọdu azi n'ani.

4 1 Umu-nwayi isa gekwedo ofu nwoke aka n'ubọsi afu, si *ya*, Ayi geli nni aka ayi, yie azi afe aka ayi: ọbu sọ ka anakpọkwasi ayi afa-i; ngi wepu nkpali-ayi.

2 N'ubọsi afu ka osisi Jehofa melu ka opue gabu sọ nma di azi otuto, nkpulu ani gadi ebube ma azi nmá maka ndi Israel ndi gbapulu agbapu. 3 Ọgeme azi, na onye fọdulu na Zaion, na onye gbọfọlu na Jerusalem, ka agakpọ onye di nsọ, bú onye ọbuna edenyelu idi ndu na Jerusalem: 4 mgbe Dinwenu-ayi gawucapusigodu inyi umu nwayi Zaion, ricapu azi ọbala Jerusalem n'etiti ya, sitena mọ nke ikpe, na mọ nke neleli eleli. 5 Je

hofa geke n'enu ka ọnọdu ugwu Zaion ra, na enu nzukọ-ya-ga, ulukpu na anwulu n'efifie, *Ogeke* ọku onwunwu negbu mala mala n'ucici: makana n'enu otuto afu nine *ka agagbasa* ikwu. 6 Ikwu gadi ka ọbulu ife ize ndo n'efifie ipu n'okpomọku, ka ọbulu azi ebe ngbaba na ebe nzuzo ipu n'oke ifufe na mili ozizo.

5 1 Ka mbualu onye ife-ya nasọm abù nke onye ife-ya nasọm maka ugbo-fain-ya. Onye ife-ya nasọm nwelu ugbo fain n'ugwu ezi oke ani: 2 ọkpọbo ya, tutupu nkpuma di-ga ya, kunye fain makalicasilinu, lua unọ-enu n'etiti ya, waputa azi ebe izọcapu manya nime ya: ọwetua anya na ọgami nkpulu fain, ma ọmili nkpulu orù fain. 3 Kita, unu ndi bi na Jerusalem na ndi Juda, biko, kpenu n'etiti Mu na ugbo fain nkem. 4 Gini ọzọ ka akeme ugbo fain nkem, nke Mnemerọ nime ya? gini melu, mgbe Mtulu anya na ọgami nkpulu fain, oji mia nkpulu orù fain? 5 Kita nenu anya; agameme ka unu malu ife Munwa geme ugbo fain nkem: agamewepu ife eji gbarube ya, agelicapu ya; agametikpọ aja-odido-ya, agazọli ya: 6 agamekpocapu ya; amasa ya nke aneji ọgù alu ya; ma ọkilika na ogwu geso: agameti-azi-li ulukpu iwu ka fa ghalu izokwasi ya mili. 7 Makana ugbo fain nke Jehofa nke usu *ndi agha* bu unọ Israel, ndi Juda azi bu ife akuku nasọ Ya: Ọwetua anya ikpe kwu ọtọ, ma ne igbafu ọbala; *tua anya* ẹzi omume, ma ne ikpọ-nkpu.

8 Afufu gadili ndi nalu unọ kwulu unọ, ndi nalu ugbo kwulu ugbo, uzọ eweghalu idinu, eweme ka unu kwufelu n'etiti ani! 9 Na ntim *ka* Jehofa nke usu *ndi agha kwulu,* N'ezi-okwu

imelime unọ gabu nkpọnkpọ *unọ*, bú nuku na ezigbo *unọ*-ga, ghalu inwe onye obi. 10 Makana *nsi-ama* eka ugbo fain ili gami ofu *nsi-ama* bat, nkpulu ofu *nsi-ama* homa gami sọ ofu *nsi-ama* efa.

11 Afufu gadili ndi nebini n'uzọ ututu, ka fa sobe ife ọlila sili ike; ndi nanọdide ci ewemie, manya eweme ka aru nwulu fa ọku! 12 Ubọ-akwala na une, na ájà na ọja, na manya, nadi-ga n'ọlila-manya-fa: ma fa enedoro anya n'ọlu Jehofa, nke fa nafu omume aka-Ya. 13 Nya ka eji dọlu ndi nkem n'agha, maka *sọ* ama-ife: agu nagugbu ndi-fa di otuto, ọra-fa neghekpọ n'agu mili. 14 Nyabu na Ṣeol emego ka agu guwanyebe ya, ọsaghefega ọnu-ya oke: ebube-fa, na ọra-fa, na nkpọtu-fa, na onye negoli ngoli n'etiti fa, zidalu *nime ya*. 15 Aneme azi ka madu nkiti nesekpu ani, nebuda azi nuku madu, nebudata azi anya ndi di enu: 16 ma Jehofa nke usu *ndi agha* di enu n'ikpe, anedo azi Cuku Onye di Nsọ nsọ n'ezi omume. 17 Umu atulu gakpa azi nni dika ọbu n'ebe-ita-nni-fa, ebe tọgbọlu nkiti nke ndi malu abuba ka ndi-ọbia geli.

18 Afufu gadili ndi ji udọ ife neloro elo nadọkpu ajọ ife, *ndi ji* dika agasi na ọbu udọ ugbọ-ani *nadọkpu* njọ: 19 ndi si, Ka Ọme ngwa, ka Onukpọ ọlu-Ya, ka ayi wefu: ka alo Onye di Nsọ nke Israel kpudebe bia, ka ayi wemalu!

20 Afufu gadili ndi nakpọ ajọ ife ezi ife, *nakpọ* ezi ife ajọ ife; ndi nedebe ọcici n'ọnọdu ìfè, *nedebe* ìfè n'ọnọdu ọcici; ndi nedebe ife inu n'ọnọdu ife usọ, *nedebe* ife usọ n'ọnọdu ife inu.

21 Afufu gadili ndi bu ndi amamife n'anya onwefa, ndi nwelu nghọta n'anya onwefa!

22 Afufu gadili ndi di ike ila manya, ndi di-

nkpa itigwa manya sili ike: 23 ndi nagunye onye ọjọ n'onye ezi omume maka ife ine-ọlu, ndi nanalu onye ezi omume ezi omume-ya! 24 Nyabu dika ile ọku neleli okpolo ọka, na dika afifia ọkpọ-nku nazuna nime ọku onwunwu, nọfu ka nkpọlọgwugwu-fa gadi ka ife ule, ifulu-fa gana enu dika etum: makana fa ajugo iwu Jehofa nke usu *ndi agha*, fa nenia okwu Onye di Nsọ nke Israel.

25 Nya ka iwe Jehofa ji nwulu ọku n'aru ndi-Ya, Oji setipu aka-Ya medide fa, tie fa ife, ugwu namarube-ga, ozu-fa di ka ife azapulu n'etiti iloga. N'ife nine a iwe-Ya ecigharọ, ma esetilili aka-Ya. 26 Ogebunili mba ndi si n'ọte-aka bia ọkọlọtọ, kpọ fa ka fa si n'ebe uwa jedebelu bia: ne, fa gewelu ọsọ bia na ngwa: 27 ọnwerọ onye ike gagwu nime fa, ọnwerọ onye gasọ ngọngọ; ọnwerọ onye gatu olu-ula ma-ọbu la ula; nke ife nfiedo ume-fa natọpu, nke elili akpukpọ-úkwú-fa netibe: 28 ndi ikọ-fa di nkọ, adọ-azi-li uta-fa nine; agagunye ikpata-ukwu nine nke anyinya-fa-ga dika ọmu, wīl-ga *nke ugbọ-ani*-fa azi di ka oke ifufe: 29 igbọ-uja-fa gadi ka agaba, fa gagbọ dika okolọbia agaba: eye, fa gede inwulu, nwuta azi anu ndọli, bulu ya naba, ọnwerọ onye ọbuna ganaputa. 30 Fa gebigbọ fa n'ubọsi afu dika nbigbọ nke orimili nnu: ọbulu azi na madu ene anya n'ani, ne, ọcici *na* nkpa, eme azi ka ìfè gbacie n'ulukpu-ya.

6 1 N'arọ eze Ọzaia nwulu afulum Dinwenu-ayi ka Ọnọ n'enu ukpo, nke di enu ebunili ebuni, mpempe ákwà-Ya julu unọ nsọ. 2 Ndi seraf kwulu n'enu-Ya: Ebe onye anọna ọnwe nku isi; ọcili ibọa wegbodo iru-ya, cili ibọa wegbodo úkwú-ya, cili azi ibọa wenefe. 3 Ofu kpọ ibe-ya,

si, Nsọ, nsọ, nsọ, bu Jehofa nke usu *ndi-agha:* ife julu uwa nine bu otuto-Ya. 4 Ntọ-ani ngwe ọnu-uzọ-ga wemarube maka onu onye kpọlu nkpu, anwulu wejuputa unọ afu. 5 Mwesi, Afufu nadilim! ekwukpam ọnu; makana munwa bu onye egbugbele-ọnu nadirọ ọca, munwa bi azi n'etiti ndi egbugbele-ọnu nadirọ ọca: makana anyam afugo Ezè, Jehofa nke usu *ndi agha.* 6 Ofu nime ndi-Seraf wefekutem, jide ofu nkpuma ọku n'aka-ya, nke oji ǹkpà weputa n'ebe icu aja: 7 ọwelu ya metum n'ọnu, si, Ne, nka emetugo egbugbele-ọnu-i-ga; ewepugo ajọ omume-i, ekpucigo njọ-i. 8 Mwenu onu Dinwenu-ayi, ka Ọnasi, Onye ka Mgezi, onyezi gejelu Ayi? Mwesi, Nemnwa; ziem. 9 Ọwesi, Je, gagwa ndi nka, si, Nanunu ezie, ma unu aghọtana; nafunu uzọ ezie, ma unu amana. 10 Me ka obi ndi nka ma abuba, me azi ka nti-fa di alo, kpucita azi anya-fa; maka fa ewelu anya-fa fu uzọ, welu nti-fa nu ife, welu obi-fa ghọta, rughalia ọzọ, ewezọ fa. 11 Mwesi, Dinwenum, genyena one mgbe? Ọwesi, Genyena mgbe agetikpọ obodo-ga ghalu inwe onye obi, unọ eweghalu inwe madu *nime fa,* ewetikpọ ani ọme azi nkpọnkpọ, 12 Jehofa ewewepusia madu n'ọte-aka, ebe *nine* arapulu arapu gaba uba n'etiti ani a. 13 Ọbulu na ofu uzọ n'uzọ ili afọdu nime ya, agelikpu ya azi ọzọ: dika *osisi* terebint, na *osisi* oak, nke ọgwe-fa fọdulu, mgbe egbutulu fa; nọfu ka nkpulu di nsọ si bulu ọgwe-ya.

7 1 Oluzia n'ubọsi Ehaz nwa Jotam, nwa Ọzaia, eze Juda, na Rizin eze Siria, na Pika nwa Remalaia, eze Israel, rọgolu Jerusalem ibuso ya agha; ma fa apurọ imeli ya. 2 Ewegosi unọ Defid, si, Siria

dabebelu Ifraim. Obi-ya wemerube, na obi ndi-ya, dika osisi di-ga n'ugboko nemerube sitena ifufe.

3 Jehofa wesi Aisaia, Pua-fu gezuta Ehaz, nginwa, na Ṣia-jaṣub nwa-nwoke-i, n'isi-njedebe ulolo nke ọdọ-mili isi-ugwu, n'uzọ akwanili akwani nke ugbo ọsuca-ákwà; 4 si ya, Nezie anya, nọdu azi du; atuna egwu, ka obi-i ghalu ijọ ujọ, maka ifi ọdu nabọ ndia nke ọnọkọ nakwu anwulu, maka iwe di ọku nke Rizin na Siria, na nke nwa Remalaia. 5 Makana Siria atugo alo ajọ ife medide i, Ifraim *azi*, na nwa Remalaia, si, 6 Ka ayi rọgo imedide Juda, yie ya egwu, tiwalu onweayi aja nime ya, cie azi ezè n'etiti ya, *bú* nwa Tabiel: 7 nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, Ọmakwudo, nke ọneme eme. 8 Makana isi Siria bu Damaskọs, isi Damaskọs bu Rizin: n'agbata ọgu arọ itọ na ise ka agetikpọ Ifraim n'ibe n'ibe, ka ọghalu ibuzi ofu ndi: 9 isi Ifraim bu Sameria, isi Sameria bu nwa Remalaia. Ọbuluna unu amekwe, unu amekwesi ncekwube ezie.

10 Jehofa wegwakwasi Ehaz, si, 11 Yọlu onwei ife arima n'aka Jehofa Cuku-i; yọ ya n'ebe di ogbu, ma-ọbu n'ebe di enu. 12 Ehaz wesi, Mmayọ, nke mnanwa Jehofa. 13 *Aisaia* wesi, Biko nulunu, unu unọ Defid; ọbu ọbele ife n'anya-unu ime ka ike gwu madu ka, unu ji wenacọ ime ka ike gwu Cukum azi? 14 Nyabu na Dinwenu-ayi n'onweya genye unu ife arima; ne, nwa-agbọ gatulu ime, mua Nwa-nwoke, kpọ afa-Ya Imanuel. 15 Mili ala efi larulu alaru na manu-anwu ka Ogeli, ka Ọwemalu iju ajọ ife, na iralu ezi ife. 16 Makana tupu Nwa afu gama iju ajọ ife, na iralu ezi ife, agagbabo ani afu nke nginwa tulu eze nabọ ya ize.

17 Jehofa geweta n'isi-i, na isi ndi nke i, na isi unọ nna-i, ubọsi ndi nabiarọnu, sitena ubọsi Ifraim jili si na Juda puruka; *bú* eze Asiria.

18 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na Jehofa gakpọ ijiji nke di n'ebe tekalisili aka n'orimili-ga nke Ijipt, *kpọ* azi anwu nke di-ga n'ani Asiria. 19 Fa gabia azi, fa nine ganọ azi na mgbulugudu di-ga nkpogonkpo, na ugbò-ga nke nkpuma, na enu ogwu nine, na enu ọzala nine.

20 N'ubọsi afu ka Dinwenu-ayi geji aguba nke egotalu egota, n'ufesi Orimili, *nya bụ* eze Asiria, wekọ isi na aji ukwu: ogekpocapu azi afu-ọnu.

21 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na ofu madu gazu ofu nwa-agbọ efi, na atulu nabọ; 22 ọgeme azi, maka imelime mili ala fa gagba ogeli ala efi larulu alaru: makana mili ala efi larulu alaru na manu anwu ka madu nine n'ofu n'ofu nke fọdulu n'etiti àni afu geli.

23 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na ebe ọbuna, nke nnu fain nabọ na iruli dili nke ọnu-fa nabu nnu ọna-ọca nabọ na iruli, gabu ebe ọkilika na ogwu. 24 Ufele na uta ka madu geji bia n'ebe afu; makana ani nine gabu ọkilika na ogwu. 25 Ugwu nine nke ejili ọgu webọni, imabia n'ebe afu maka ọkilika na ogwu, ma ọgadi maka nzipu nke efi, na maka izọ ukwu nke atulu.

8 1 Jehofa wesim, Welu nuku ibe-mgbo, welu azi ife ide akwukwọ nke madu de n'enu ya, Maka Maha-ṣalal-haṣ-baz; 2 agameme azi ka ndi ama kwesili ncekwube gbalum ama, *bú* Uraia onye ncu aja, na Zekaraia nwa Jeberekaia. 3 Mwejeku *nwunyem bú* amuma nwayi; ọtulu ime, muta nwa-nwoke. Jehofa wesim, Kpọ afa-ya Maha-ṣalal-haṣ-baz. 4 Makana tupu nwa afu gamata ikpọ

Nnam, na, Nnem, agekpopu àkù Damaskọs na ife anutalu n'agha nke Sameria n'iru eze Asiria.

5 Jehofa wegwakwasim ọzọ, si, 6 Ebe ndi nka julu mili Ṣailoa nke naga nwayọ, negoli na Rizin na nwa Remalaia; 7 ne, maka ya Dinwenu-ayi newegota mili Orimili afu, nke di-ga ike di azi ọtutu, *bú* eze Asiria na otuto-ya nine, n'isi-fa: ọgawagota uzọ-mili-ya nine, lusa azi ikpele-ya nine: 8 ogerulu ba na Juda; ogelu, gafe azi; ogelu n'onu; nsetipu nku-ya-ga geju obodobo nke ani-I, Ngi Imanuel.

9 Kpọtubanu nkpọtu, unu ndi nine, na agetili unu; genu nti azi, unu ndi ani nine telu aka: fiekwanu ume-unu, na agetili unu; fiekwanu ume-unu, na agetili unu. 10 Ranu alo n'ofu, na ageme ka ezusa ya; kwuenu okwu, ọmakwudo: makana Cuku nọnyelu ayi. 11 Makana nọnwọ ka Jehofa gwalum n'aka ike, Ọdọ-azi-lim nti ka mghalu ije n'uzọ ndi nka, si, 12 Asinanu, Nghọgbu, maka ife nine nke ndi nka gasi, Nghọgbu; ejinanu egwufa tu egwu, nke obi-unu nemebi *maka ya.* 13 Jehofa nke usu *ndi agha,* Ya ka unu gedo nsọ; Yanwa bulu ife-egwù-unu, Yanwa azi ife-imebi-obi-unu. 14 Ọgabu ebe di nsọ; ma Ọgabulu unọ nabọ nke Israel nkpuma nkpukpọ na nuku nkpuma isọ ngọngọ, igbudu na ọnyà *ka Ọgabulu* ndi bi na Jerusalem. 15 Imelime nime fa gasọ ngọngọ, da, agetili fa, fa gama n'ọnya, aganwude azi fa.

16 Fukọba ife ama, nyacita iwu n'etiti ndi namuta n'ọnum. 17 Agamegelu Jehofa, Onye zobelu unọ Jekob iru-Ya, agamatu azi anya Ya. 18 Ne, Munwa na umu Jehofa nyelum bu ife arima na ife ebube n'Israel sitena aka Jehofa nke usu *ndi agha,* Nke bi n'ugwu Zaion.

Digitized by Google

19 Mgbe fa gasi unu, Juanu ndi nwelu ajọ mọ na ndi dibia afa, ndi nebe *ka umu-nnunu* nasu azi ude, ase; ndi *ọbuna* amaju Cuku-fa ase ka? *fa gaju* ndi nwulu anwu ase maka ndi di ndu ka? 20 Ka ayi jeku iwu na ife ama! ezie ndi ututu nadirọlu gekwu etu okwu nka si di. 21 Fa gagafe azi ya, na nkpa na agu: ọgeme na, mgbe agu gagu fa, fa gafia ọnwu, kpọ eze-fa na Cuku-fa iyi, bo iru n'enu: 22 fa gene azi anya n'ani, ne, nkpa na ọcici, ngbaci nke ife ngbu; agacupu oke ọcici:

9 1 makana ngbaci amadili ụwayi nọgolu n'ife ngbu. N'ọge gbo Ọmelu ani Zebulun na ani Naftali ife ani, ma n'ọge ikpe-azu Odogo ya otuto, n'uzọ orimili nnu, n'ufesi Jọdan, Galili nke mba-ga. 2 Ndi kpaghaligolu n'ọcici afugo nuku ìfè: ndi bili n'ani onyinyo ọnwu, fa ka ìfè afu mukwasili. 3 Imego ka mba afu bawanye, Imego ka aṅuli-fa bue nuku: fa naṅuli n'iru I dika aṅuli *nke di* n'ọge owuwe nni, dika madu negoli mgbe fa nekeli ife anutalu n'agha. 4 Makana Ikpajigo ukpako-onu nke ibu-ya, na ọkpọsi uku-ubu-ya, bú itali onye nemegbu ya, dika n'ubọsi Midian. 5 Makana ife ekike agha nine nke onye kelu agha nime isu afu, na afe nke atulu-ga-lu n'ọbala, gabu ife nsule, bulu nni nke ọku. 6 Makana amulu ayi ofu Nwa, enyelu ayi ofu Ọkpala; ici-ani gadi n'enu uku-ubu-Ya: agakpọ azi afa-Ya Onye ebube, Onye alo, Cuku di Ike, Nna Ebe-ebe, Onye isi Ndokwa. 7 Njedebe nke nbawanye ici-ani-Ya na nke ndokwa amadi, n'enu ukpo Defid, na enu ani-eze-ya, ime ka ọkwusie ike, na iji ikpe *kwu ọtọ* na ezi omume kwado ya site ka-ọdinwọ wegaba ebe-ebe. Ekwolo Jehofa nke usu *ndi agha* geme nka.

Digitized by Google

8 Dinwenu-ayi zigalu Jekob okwu, ọwedakwasi n'enu Israel. 9 Ndi afu nine gama, *lú* Ifraim na onye bi na Sameria, nke sili na ngala na oke-obi, 10 Ukpolo brik-ga adago, ma ayi geji nkpuma awalu awa weluba: ewegbutue *osisi* sikọmọ, ma ayi geme ka fa rughalia bulu *osisi* sida. 11 Nyabu na Jehofa debelu ndi namanye Rizin enu imedide ya, wekpasue ndi-ilo-ya; 12 ndi Siria n'iru-anya-anwu, ndi Filistia n'ọdida-anya-anwu; fa welikpue Israel n'ọnu-ọghe. N'ife nine a iwe-Ya ecigharọ, ma esetilili aka-Ya.

13 Ma ndi nka edorọ Onye tili fa ife iru, nke fa nacọ Jehofa nke usu *ndi agha.* 14 Jehofa webepu n' Israel isi na ọdu, igu nkwu na ami, n'ofu mbọsi. 15 Okenye na onye afulu iru-ọma, yanwa bu isi; na amuma nakuzi okwu asi, yanwa bu ọdu. 16 Makana ndi nagbazili ndi nka nedufu fa; ndi anagbazili agbazi ka enomili enomi. 17 Maka ya Dinwenu-ayi amaṅuli n'isi umu-ikolọbia-fa, nke Ọneme ebele ndi-fa nenwerọ nna na ndi-ajadu: makana onye abuna onye lulu alu neme ajọ ife, ọnu abuna ọnu nekwu okwu nsọkwu. N'ife nine a iwe-Ya ecigharọ, ma esetilili aka-Ya.

18 Makana ife ọjọ nele dika ọku; ọnalacapu ọkilika na ogwu: eye, onenwu n' inyalinya ugboko, fa nakwuni enu n'alulu nke anwulu. 19 Sitena iwe Jehofa nke usu *ndi agha* ka ani ji nele ọku: ndi afu azi nadi ka nni nke ọku; onye ọbuna ademelu nwa-nne-ya ebele. 20 Ofu onye gapulu n'aka-nni, agu anagulili ya; ogeli n'aka-ekpe, afọ amejù fa: ebe onye anọna ogeli ulu-aru nke ọgwe-aka onweya: 21 Manase gemedide Ifraim; Ifraim azi, Manase: fa nabọ gemedide Juda. N'ife nine a iwe-Ya ocigharọ, ma esetilili aka-Ya.

10 1 Afufu gadili ndi natọ ukpulu nelorọ elo, na ndi ọde-akwukwọ ndi nede ife ilu aru: 2 ka fa weruka ndi nenwerọ ike n'ikpe *kwu ọtọ*, na ka fa wepu ikpe ndi ebudalu ebuda nke ndi nkem, ka ndi-ajadu webulu ife anutalu n'agha nke fa, ka fa weme azi ndi nenwerọ nna ife-nkwali-fa! 3 Ginizi ka unu geme n'ubọsi nneta, na nbibi nke gabia sitena ọte-aka? onye ka unu gagbaku maka inye-aka? ebe ka unu garapu otuto-unu? 4 N'okpulu sọ ndi adọtalu n'agha ka fa gesekpulu ani, da azi n'okpulu ndi egbulu egbu. N'ife nine a iwe-Ya ecigharọ, ma esetilili aka-Ya.

5 Afufu gadili onye Asiria, itali nke iwem, onye ọkpọsi nke di n'aka-ya bu ajọ iwem! 6 Agamezi ya imedide mba lulu alu, agametili ya iwu medide ndi Mnewewusa iwe, ka ọnuta ife n'agha, kwalia azi ife, me fa ife nzọtọ dika ùlù nke ilo-ga. 7 Ma yanwa ezuberọ nọfu, nke obi-ya nelo nọfu; ma ọdi n'obi-ya ikpocapu, na iwepu ọtutu mba. 8 Makana ọsi, Ndi-isim fa nine aburọ ndi-ezè ka? 9 Kalno adirọ ka Kakimiṣ ka? Hamat adirọ ka Apad ka? Sameria adirọ ka Damaskọs ka? 10 Dika akam si cọputa ani-eze *nine* nke alusi-ga, ndi alusi-fa api-ga-lu api kalili ndi nke Jerusalem na nke Sameria; 11 mmeme Jerusalem na alusi-ya-ga, etu mmelu Sameria na alusi-ya-ga ka?

12 Ọgemezi, na mgbe Dinwenu-ayi lucasili ọlu-Ya nine n'enu ugwu Zaion na Jerusalem, agameneta nkpulu oke obi eze Asiria, na otuto anya-ya di-ga enu. 13 Makana ọsili, Sitena ike akam ka mmelu ya, na sitena amamifem; makana enwelum nghọta: ewerukago-azim okè-ani ndi *di n'ice n'ice*, pulu azi fa ife fa kpakọbalu, ebudago-azim dika

onye di ike ndi bi *n'ani afu-ga:* 14 akam afugo àkù ndi afu-ga dika akwu; di azi ka onye nekpokọ àkwága nke agbarapulu agbarapu, nọfu ka munwa kpokọlu uwa nine: ọnwerọzi ofu nke meghalili nku, ma-ọbu nke salù ọnu, ma-ọbu be uya. 15 Anyike ganya isi medide onye ji ya egbu ife ka? nmaọdu geme onweya nuku medide onye nakwọ ya ka? dika agasi na itali gakparube ndi bunili ya enu, *ma-ọbu* dika agasi na ọkpọsi gebuni *onye* nke naburọ osisi.

16 Nya ka Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, geji zi ita-aru n'etiti ndi-ya malu abuba; n'okpulu otuto-ya ka agafunwu olile dika olile nke ọku. 17 Ifè Israel gabu ọku, Onye di Nsọ nke ya *gabu* ilele ọku: ọgele lacapu azi ogwu na ọkilika n'ofu mbọsi. 18 Ogekpocapu otuto ugboko-ya, na nke ugbo-ya namasi nni, ka nkpulu-obi ka aru: ọgadi ka mgbe onye naya ọya nata aru. 19 Ndi gbọputalu nime osisi ugboko-ya gadi onenone, na nwatakili gede fa.

20 Ọgeme azi n'ubọsi afu, ndi gbọputalu nime Israel, na ndi unọ Jekob ndi gbaputalu agbaputa, fa amadabebezi onye tili fa ife; ma fa gadabebe Jehofa, Onye di Nsọ nke Israel, n'ezi-okwu. 21 Ndi gbọputalunu, *bú* ndi gbọputalu nime Jekob, gecighakute Cuku di ike. 22 Makana ọbu ezie na ndi-i, ngi Israel, di ka uzuzu orimili nnu, *sọ* ndi gbọputalu nime fa gecigha: ezubelu nkpocapu, juputalu n'ezi omume. 23 Makana nkpocapu, nke ezubelu, ka Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, gekpocapu n'etiti ani nine.

24 Nya ka Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, ji kwue nọnwọ, si, Ngi ndi nkem nke bi na Zaion, atuna egwu onye Asiria: ọpiaraba i itali,

bụnite azi ọkpọsi-ya enu medide i, ka Ijipt si eme. 25 Makana ọfọkwọlu nwantikọlọ ọge, ajọ iwe na iwem gemezu, nime nbibi-fa. 26 Jehofa nke usu *ndi agha* gezokwasi ya itali, dika na ntigbu Midian na nkpuma Oreb: agesetipu ọkpọsi-Ya n'enu orimili nnu, Ogebunite ya enu ka esi me Ijipt. 27 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na ibu-ya gapu n'uku-ubu-i, ukpako-onu-ọlu-ya gapu n'onu-i, agebibi ukpako-onu-ọlu afu sitena iruwusa ude n'isi.

28 Ọbiago n'Aiat, ọgafego Migron; na Mikmaṣ ka ọtubalu ibu ije-ya: 29 fa agafego uzọ ọgiga; fa anwugo ula na Giba: Rema nama aru nni; Gibea nke Sọl agbanabago. 30 Welu onu-i kpọsie ike, ngi ada Galim! na nti, ngi Laiṣa! ngi Anatot ebudalu ebuda! 31 Madmena bu onye ọsọ́; ndi bi na Gibim nakpọkọba onwefa ka fa gbanaba. 32 Tata ka ọgakwusi na Nob: ọnarurubekwasi úgwú ada Zaion, ngongo Jerusalem, aka-ya.

33 Ne, Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi-agha*, gewelu ibobo wekwacapu ngadaba-ga: ndi sopulu enu agegbutu fa n'ani, ndi di enu agebuda fa 34 Ọgewelu ígwè wegbutu inyalinya ugboko Lebanon gada sitena aka onye di ike.

11 1 Ọgwe osisi Jese gadu anaka, ngadaba nke si na nkpọlọgwugwu-ya puta gami nkpulu: 2 mọ nke Jehofa ganọkwasi ya, mọ nke amamife na nghọta, mọ nke alo na ike, mọ nke ife ọmuma na egwu Jehofa; 3 itu egwu Jehofa gasọ ya usọ: ọmekpezi ikpe ka anya-ya si fu, nke ọnaba nba ka nti-ya si nu: 4 ma ogeji ezi omume wekpe ndi nenwerọ ike, naba nba n'uzọ kwu ọtọ maka ifi ndi di ume-ani n'uwa: ogeji itali nke ọnu-ya wepia uwa, ogeji azi ufulu egbugbele-ọnu-ya wegbu onye ọjọ. 5 Ezi ọmume

Digitized by Google

gabu azi ákwà ifie n'ume-ya, ikwesi-ncekwube abulu ákwà ifie n'úkwù-ya. 6 Ufu na nwa atulu gebikọ, awọlọ gedinanyelu nwa ewu; nwa efi na nwa agaba na anu azulu-ngbuli gedinakọ; nwatakili anedu fa. 7 Efi na bea gatakọ nni n'ofu; umu-fa gedinakọ ọnu: agaba gata afifia dika efi. 8 Nwa nala ala gegwu egwú n'onu ubi, nwa ralu ala getinye aka n'onu aju-ani. 9 Fa amemelu aru nke fa nemebi n'ugwu ninem di nsọ: makana ife ọmuma Jehofa gejuputa uwa, etu mili si kpudo orimili nnu.

10 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na nkpọlọgwugwu Jese, nke nakwulu ndi *nine n'uwa* ka ọkọlọtọ, ya ka mba nine gacọ; ebe-izulu-ike-ya gadi otuto.

11 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na Dinwenu-ayi gewelu aka-Ya nke ugbolo nabọ wegbaputa ndi-Ya gbọputalunu, ndi gagbọputa, n'aka Asiria, na Ijipt, na Patros, na Kuṣ, na Ilam, na Ṣaina, na Hemat, na ọba-n'ani-ga nke orimili nnu. 12 Ogebunitalu mba nine ọkọlọtọ, kpọkọba azi ndi Israel acusalu acusa, si na nkuku inọ nke uwa cikọba ndi Juda akpasalu akpasa. 13 Ekwolo Ifraim azi gapu, agebepu azi ndi namanye Juda: Ifraim amekwoso Juda ekwolo, Juda amamanye Ifraim. 14 Fa gefedata azi n'uku-ubu ndi Filistia n'ọdida-anya-anwu; fa gagbakọ aka kwalia umu iru-anya-anwu: fa gatukwasi Idom na Moab aka-fa; umu Amon ganu okwu-fa. 15 Jehofa geweputasia ile nke orimili nnu Ijipt n'usọ *imebi ya;* Ogeji azi okpomọku ifufe-Ya weferube aka-Ya n'enu Orimili, tiwara ya mili-iyi isa, me ka madu yili akpukpọ-ukwu gafe. 16 Ụzọ akwanili akwani sitelu n'Asiria gadili ndi-Ya gbọputalunu, *bú* ndi gagbọputa; dika osi dili Israel n'ubọsi osi n'ani Ijipt rogota.

12 1 N'ubọsi afu ịgasi, Agamekene i, Jehofa; makana ọbu ezie na Iwewusalumli iwe, ma iwe-I apugo n'arum, Iwetasiem obi. 2 Ne, Cuku bu nzọputam; agamecekwube, ghalu itu egwu: makana Ja Jehofa bu ikem na abu-ọmam; Ọbulugo azi nzọputam. 3 Nyabu na unu geji ngoli wekwọta mili n'isi-iyi-ga nke nzọputa. 4 N'ubọsi afu ka unu gasi, Kenenu Jehofa, kpọkuenu afa-Ya, menu ka amalu omume-Ya-ga n'etiti ndi *nine n'uwa*, fotanu na edebelu afa-Ya n'enu. 5 Bukuenu Jehofa abù-ọma makana Ọme-ga-lu ife ọkaka: ka amalu nka n'uwa nine. 6 Kpọsie nkpu ike kpọba nkpu *añuli*, ngi nwayi bi na Zaion: makana Onye di Nsọ nke Israel di nuku n'etiti i.

13 1 Ibu ebolu Babilon, nke Aisaia nwa Emoz fulu.

2 Bunienu ọkọlọtọ n'ugwu tọgbọlu kponcala, wenielunu fa enu, fenu aka, ka fa weje n'ọnuuzọ-ilo-ga nke ndi amalu afa-fa. 3 Munwa etigolu ndi nkem edolu nsọ iwu, eye, akpọgom ndi-dikem maka iwem, bú ndi negoli n'ọkakam. 4 Onu ìgwè madu n'enu ugwu-ga, yili nuku ndi! onu nkpọtu ani-eze-ga nke mba-ga gbakọbalu ọnu! Jehofa nke usu *ndi agha* nagu usu ndi agha ọnu maka agha. 5 Fa si n'obodo telu aka bia, n'ebe ígwé jedebelu, *bú* Jehofa, na ife ajọ iwe-Ya, ibibi ani afu nine. 6 Cibanu akwa; makana ubọsi Jehofa akpudebena; ọgabia dika nbibi sitelu n'aka Onye pulu ime ife nine. 7 Maka ya aka nine gaju ngwu, obi madu nine gagbaze: 8 aru gama fa nni; ngbali na ife ngbu ganwulu *fa;* fa ganọ n'ife olulo dika nwayi ime neme: fa ganatulita ibe-fa n'anya; iru-fa *gabu-ga* iru ilele ọku. 9 Ne, ubọsi

Jehofa, *bú ubọsi* ime ife-ike, ji iwe na ọnuma, biana ; ime ka ani bulu nkpọnkpọ ani, na ikpocapu ndi njọ nọ ya. 10 Makana kpakpando enu-igwe na orion-fà nke di nime ya amenye ìfè-fa : agagbaci anya-anwu ma ọnawa, ọnwa ameme ka ìfè-ya tie. 11 Agamapia ani nine itali maka ajọ ife-fa, na ndi ọjọ maka ajọ omume-fa ; agameme ka nbuni nke ndi ngala kwusi, wedata idi-enu nke ndi di egwu. 12 Agameme ka nwoke kọkalia ọmalica ọna-edo, me ka madu kọkalia ezigbo ọna-edo nke Ofa. 13 Nya ka Mgeji me ka enu-igwe derube, agarurupu uwa n'ọnọdu-ya, n'iwe Jehofa nke usu *ndi agha*, n'ubọsi iwe-Ya di ọku. 14 Ọgeme azi, na ebe onye anọna ogedo ndi nke ya iru, ebe onye anọna ọgbasi n'ani-ya, dika okogbo anacu ọsọ, na dika atulu anekpokọbarọ ekpokọba. 15 Onye ekwudona adupue ya : onye anwudena ewelu nmà gbue ya. 16 Agapialisi umu-aka-fa n'anya-fa ; agakwali unọ-fa-ga, melua inyeme-fa. 17 Ne, agamakpani ndi Midia imedide fa, ndi managbanye ọna-ọca, ọna-edo azi, ọmasọ fa. 18 Uta-*fa* gapialisi umu-ikolọbia ; fa amemelu umu ọfu ebele ; anya-fa amarapu umu-aka. 19 Babilọn, nke malu nma n'etiti ani-eze-ga, otuto nke ngala ndi Kaldea, gadi ka mgbe Cuku ji kwakpọ Sọdom na Gọmora. 20 Amanọ ya ọkpu, nke anebi ya sitena ndudugandu genye na ndudugandu : nke onye Arebia nama ikwu-ya n'ebe afu ; nke ndi nazu atulu neme ka ìgwè-atulu-fa dina n'ebe afu. 21 Ma anu ọfia gedina n'ebe afu ; unọ-fa gejuputa-ga n'okwukwu ; ọstric gebi n'ebe afu, nkpi-ọfia-ga gete egwu n'ebe afu. 22 Anu nebe uya ganazalita onwefa n'iga-fa, nkita ọfia nime nuku unọ-ga malu nma : ọge-ya akpudebego nso, ubọsi-ya ameso

14 ogonogo. 1 Makana Jehofa gemelu Jekob ebele, Ọgaralukwasi Israel, me ka fa zulu ike n'ani-fa: ọbià geme ka ya na fa bulu ofu, fa ganyakudo unọ Jekob. 2 Ndi *ọzọ*-ga gacili fa, me ka fa bia n'ọnọdu-fa: unọ Israel gelita fa n'ùkwù n'ani Jehofa ka fa bulu ìrù ndikom na ìrù umu-nwayi: fa gadọlu ndi dọlu fa-li n'agha n'agha; fa gazọkwasi ndi nemegbu fa n'úkwú.

3 Ọgeme azi n'ubọsi mgbe Jehofa genye i izuluike n'ife-nwute-i, na ncekasi-i, na ifè-nru-i sili ajọ ike nke emelu i ka ifè, 4 na igatu inu nka medide eze Babilon, wesi, Kezi ka onye nmegbu si kwusi! obodo ọna-edo kwusi! 5 Jehofa etijigo ọkpọsi ndi ọjọ, ọgbanci ndi nacinu; 6 nke ji ọnuma weneti ndi *nine n'uwa* ife otiti mgbe nine, nke welu ọcucu nke madu ọbuna nanararọ nazọkwasi mba-ga n'iwe. 7 Uwa nine nọ nezulu ike, nọdu du: fa buba abù *ngoli*. 8 Eye, osisi fia naṅulili i, sida-ga nke Lebanon *azi, nasi*, Eri iji dina ani, onye ngbutu ọbuna arọgokutarọ ayi. 9 Ṣeol di n'okpulu *i* marubelu i izuta i n'ọbibia-i: ọkpọtelu i ndi nadirọ ndu, *bú* ndi-isi uwa nine; ọmego ka ndi-eze nine nke mba-ga binie n'ukpo-fa. 10 Fa nine gaza si i, Ike agwugo azi nginwa dika ayinwa? ayi na i eyigo ka? 11 Ebudago ọkaka-i na Ṣeol, na onu une-i-ga: agbasago idide n'okpulu i, idide kpudo i. 12 Kedu ka isi si n'enu-igwe da, ngi Lusifa, nwa ututu! kedu ka esi gbutu i n'ani, ngi nke tọgbọlili ọtutu mba aba! 13 Nginwa kwuazi-li n'obi-i, si, Agamarọgo n'enu-igwe, agamebuni ukpom enu kalia kpakpando-ga nke Cuku; agamanọ n'enu ugwu nzukọ, n'ebe tekalisili aka n' Ugwu: 14 agamarọgo kalia ebe di-ga enu nke ulukpu-ga; agameyi Onye Kasi enu. 15 Ma

agebuda i na Ṣeol, n'akuku onunu *tekakisili aka.* 16 Ndi fulu i genekpo i anya, fa gelo maka i, *si,* Ọbuzikwọ nwoke a melu ka uwa marube, nke merubelu ani-eze-ga; 17 nke melu ka ani nine di ka ọfia kwu nkiti, nutue obodo-fa-ga; onye nararọ ndi otinyelu n'unọ-nga ka fa naba be-fa? 18 Ndi-eze nine nke mba-ga, fa nca, laru n'otuto, ebe onye anọna ọlaru n'unọ-ya. 19 Ma ebupugo nginwa n'ini-i dika ngadaba *enelu dika ife* alu, welu ndi egbulu egbu yikpo onwei, ndi eji nmà dupu, nagbadaku nkpuma di-ga n'onunu; dika ozu azọlu ukwu. 20 Amenikọ ngi na fa, makana imebigo ani-i, gbue ndi-i; amakpọtanwo afa nkpulu ndi neme ajọ ife ebe-ebe. 21 Kwadebelunu umu-ya ebe ogbugbu maka ajọ omume nna-fa-ga; ka fa ghalu ibiui, nwelu uwa, lujue iru ani nine n'obodo-ga. 22 Agamebini medide fa, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, bepu afa na ndi gbọputalunu, na nwa na nwa nwa, nime Babilon, ka Jehofa kwulu. 23 Agameme azi ka ebinta nwelu ya, *me ka ọbulu* ọdọ mili: agameji aziza nbibi weza ya, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu.

24 Jehofa nke usu *ndi agha* aṅugo iyi, si, N'eziokwu etu Mlolu, nọfu ka ogesi di; etu Mzubelu, nọfu ka nke-afu gakwulu: 25 na agametikpọ onye Asiria n'anim, zọkwasi ya ukwum n'enu ugwumga: ukpako-onu-ọlu-ya gapu azi n'onu-fa, ibu-ya apua n'uku-ubu-fa. 26 Nka bu izuzu ezubelu uwa nine: nka bu azi aka esetipulu mba nine. 27 Makana Jehofa nke usu *ndi agha* ezubego, onye gezusa ya? aka-Ya esetipugo, onye gesecigha ya azu?

28 N'arọ eze Ehaz nwulu ka ebolu ibu nka.

29 Aṅulikwana, ngi Filistia, ka ira, makana akpajigo ọkpọsi tili i: makana aju-ani gesi na nkpọlọgwugwu agwọ puta, nkpulu-ya gabu agwọ di ilè nefe efe. 30 Agazu ọkpala nke ndi nenwerọ ike, ndi-ọgbenye gedina n'aru-ofufo: agameji ugani weme ka nkpọlọgwugwu-i nwuru, agegbu ndi-i gbọputalunu. 31 Ciba akwá, ngi ọnu-uzọ-ilo; kpọ nkpu, ngi obodo; agbazepugo i, ngi Filistia, ka ira; makana anwulu si n'Ugwu puna, ọnwerọ onye nadaga n'usolo n'usu-ya. 32 Ginizi ka madu gaza ndi-ukọ mba? Na Jehofa atọgo Zaion, ndi-Ya ebudalu ebuda gagbaba nime ya.

15 1 Ibu ebolu Moab.
Makana n'ofu ucici ka ebibili A nke Moab, me ka ọbulu nkpọnkpọ obodo; makana n'ofu ucici ka ebibili Ka nke Moab, me ka ọbulu nkpọnkpọ obodo. 2 Ọrọgogo na Bayit, na Dibon, n'ebe diga enu, ikwa akwá: Moab naci akwá maka Nibo, na Mediba: isi-fa nine nabu isi nkpoca, akọpugo afu-ọnu-fa nine. 3 Fa welu akwa uju kpue onwefa n'ilo-fa-ga: ebe onye anọna ọnaci akwá, nakwa imelime akwá, n'enu unọ-fa-ga, na ọnu-ilo-fa-ga. 4 Heṣbon nakpọ nkpu, Eleale azi; ananulu onu-fa welue na Jehaz: maka ya ka ndi agha Moab ji akpọsi nkpu ike; nkpulu-obi-ya anamarube nime ya. 5 Obim nakpọlu Moab nkpu; ndi-ọsọ-ya *nagbasi* na Zoa, na Eglat-ṣelisiya: makana fa ji akwá arọgo na nrọgo Luhit; makana n'uzọ Horonaim ka fa kpanili akwá maka ntikpọ. 6 Makana mili Nimrim gabu nkpọnkpọ: makana afifia akpọnwusigo, afifia ọfu agwugo, ife akuku di ndu adirọzi. 7 Nya ka imelime fa nwelu, na ife fa kpakọbalu, ka fa geji busi n'iyi *osisi* wilo. 8 Ma-

kana akpọrubego nkpu n'okè-ani Moab *nine;* ọ̀cìcì-akwá-ya *elugo* n'Eglaim, ọ̀cìcì-akwá-ya *elugo* azi na Bia-ilim. 9 Makana mili Dimon juputalu n'ọbala: makana agamewetakwulu Dimon ife ọzọ, wetalu onye Moab gbapulu agbapu, na ndi ani afu gbọputalunu, ofu agaba.

16 1 Sinu na Sila nke dolu iru n'ọfia kwu nkiti zigalu onye naci ani umu atulu, n'ugwu ada Zaion. 2 Ọgeme azi na, dika umu-nnunu nefu nfu, *na* akwu nnunu efesalu efesa, nọfu ka umu nwayi Moab gadi na nlufe Anon. 3 Tunye alo, kpe ikpe; me ka ndo-i di ka ucici n'oke efifie nabọ: zobe ndi acupulu acupu; ekpupukwana onye nfu. 4 Ka ndi nkem acupulu acupu nwunyelu i ula; Moab, bululu ya ebe nzuzo n'iru onye nakwali *ya:* makana emego onye neme ife-ike ka ọbulu ife nkiti, nkwali akwusi, egbucapugo ndi nzọli n'ani. 5 Ageme ka ofu ukpo kwusie ike n'afọ-ọma, ofu Onye ganọkwasi ya n'ikwesi-ncekwube, n'ikwu Defid; nekpe ikpe, nacọ azi ikpe *kwu ọtọ,* nagba ọsọ ime ezi omume.

6 Ayi anugo maka ngala Moab, *na* ọnagala ka; *ọbunadu* maka ibuni onweya, na ngala-ya, na iweya; inya-isi-ya bu-ga ife nkiti. 7 Maka ya ka Moab geji cili Moab akwá, ebe onye anọna ọgaci akwá: ebe etitulu unu, unu gerulu abadaba nkpulu fain nke Ka-hareset uru. 8 Makana ugbo Heṣbon *na osisi* fain nke Sibma talu ata; ndi nwe mba-ga egbutusigo ọmalica osisi-ya-ga; fa lulu ọbuna na Jeza, fa fughalili ba n'ọfia kwu nkiti; agbasalu ngadaba-ya-ga, fa gafelu orimili nnu. 9 Maka ya agamakwa akwá Jeza maka fain nke Sibma: agamakwawusa i anya mili, ngi Heṣbon, na Eleale: kana nkpu agha adawusago nkpulu-ọkọci-i na

owuwe-nni-i. 10 Ewepugo aṅuli na ngoli n'ugbo namasi nni; abù ngoli amadizi, nke nkpu aṅuli nadi, n'ugbo fain: onye nzọ̀ca amazọ̀caputa manya fain n'ebe anazọ̀ca ya; emegom ka nkpu *nke ighọ nkpulu fain* kwusi. 11 Nyabu na afọm naralu Moab ka ubọ-akwala, imè-afọm naralu Ka-heres. 12 Ọgeme azi na, mgbe Moab geji me ka afu ya, mgbe ọmelu ka ike gwu ya n'ebe di enu, mgbe ọgabia n'ebe nsọ ya ikpe ekpelu, ọmenwe ike.

13 Nka bu okwu Jehofa kwulu maka Moab n'ọge galu aga. 14 Ma kita Jehofa ekwugo, si, Tupu arọ itọ elue, dika arọ onye ọlu ugwọ, ageneni otuto Moab, na nuku ìgwè-ya nine; nke gbọputalunu gepe ajọ npe omesi ike.

17 1 Ibu ebolu Damaskọs.

Ne, ewerukago Damaskọs n'ibuzi obodo, ọgabu obo ife dalu ada. 2 Agbabogo obodo Aroaga: fa gadili ìgwè atulu-ga, nke gedina ani, ọnwerọ onye geyi fa egwu. 3 Iga gakwusi n'Ifraim, anieze *akwusi* na Damaskọs, na ndi Siria gbọputalunu; fa gadi ka otuto umu Israel, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu.

4 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na otuto Jekob gagbu aru, abuba aru-ya gatasi aru. 5 Ọgadi azi ka mgbe onye newe nni nekpokọ ọka kwu ọtọ, ọgweaka-ya anebe oko ọka; eye, ọgadi ka mgbe madu nekpokọ oko ọka ebefọlu na mgbulugudu Refaim. 6 Ife ebefọlu gagbọputa na ya dika ntirube osisi ọlif, nkpulu nabọ ma-ọbu itọ n'enu ngadaba kasi enu, inọ ma-ọbu ise na ngadaba putalu ìfè n'osisi namasi nkpulu, ka Jehofa, Cuku nke Israel, kwulu. 7 N'ubọsi afu ka madu genekwasi Onye kelu ya anya, anya-ya genedo Onye di Nsọ n'

Israel. 8 Ọmenekwasi ebe icu aja-ga, *bú* ọlu aka-ya, anya, nke ọnenedo ife nkpisi-aka-ya mebelu, maọbu Aṣerim, ma-ọbu ndi alusi anya-anwu. 9 N'ubọsi afu ka obodo-ya si-ga-lu ike gadi ka ebe agbabolu agbabo n'ugboko na enu ugwu azi, nke agbabolu n'iru umu Israel: ọgabu nkpọnkpọ ebe. 10 Makana icezọgo Cuku nke nzọputa-i, icetarọ nkpuma nke ike-i; maka ya inaku ọmalica ife akuku, ma azi osisi fain nkẹ ani madu: 11 n'ubọsi nke inaku igbarubelu ya ogige okilikili, n'ututu ineme ka nkpulu-i ra ifulu: ma owuwe nni nagba-pu n' ubọsi ife nwuta na uru anapurọ izọta azọta.

12 Éwù, nkpọtu imelime ndi, ndi nagbọ ka orimili nnu si agbọ; na iru-n'ike nke mba-ga, ndi nerufega n'ike ka mili si-ga-lu ike si eru n'ike! 13 Mba ganerufega n'ikedika iru-n'ike nke imelime mili: ma Ọgabalu ya nba, ọgagbate aka, anacu ya ka ifufe nacu igbogbo nke ugwu-ga, na dika oke ifufe si efeghali etum. 14 N'ọge anyasi ne akpajiji; tupu ututu ọdirọzi. Nka bu òkè ndi nakwali ayi, na ife nketa nke ndi napulu ayi ife-ayi.

18 1 Éwù, ani nkpọtu nku-ga, di n'ufesi orimili-ga nke Itiopia: 2 nke naraga ukọ n'orimili nnu, na ime ugbọ eji papairọs me n'enu mili-ga, *si*, Unu ndi ozi di nkọ, jekunu mba nke solu ogonogo telalu etela, jekunu ndi di egwu sitena nbido-fa gaba; mba nesìta esìta nazọtu azi azọtu, nke orimili-ga keralu ani-ya! 3 Unu nine ndi nọ n'ani nine, na unu ndi bi n'uwa, mgbe ebunitelu ọkọlọtọ n'enu ugwu, funu; mgbe egbulu opi, nulunu. 4 Makana nọnwọ ka Jehofa si gwam, Agamanọ du, si n'ọnọdum nene; dika okpomọku enwu mala-mala ma anwu namu, dika alulu

igiligi n'okpomọku nke owuwe-nni. 5 Makana tupu owuwe nni, ma ifulu gasia, ototo osisi abulu nkpulu fain naca aca, ogeji nmà-nkwaca kwacapu umu-anaka-ya-ga, ngadaba-ya-ga ka ọgewepu gbutue. 6 Agarapukọlu fa udene nke ugwu-ga, na anu-ọfia-ga nke ani: udene ganọnye n'enu fa n'ọkọci nine, anu ọfia nine ganọnye n'enu fa n'ọge ntumoyi nine. 7 N'ọge afu ka agewetalụ Jehofa nke usu *ndi agha* onyinye nke bu ndi solu ogonogo telalu etela, na sitena aka ndi di egwu sitena nbido-fa gaba; mba nke nesìta esìta nazọtu azi azọtu, nke orimili-ga keralu ani-ya, weta n'ebe afa Jehofa nke usu *ndi agha, bú* ugwu Zaion.

19 1 Ibu ebolu Ijipt.
Ne, Jehofa nọkwasi n'ulukpu nagba ọsọ, nabia n'Ijipt: agemerube alusi Ijipt n'iru Ya, obi Ijipt gagbaze n'etiti ya. 2 Agamakpani azi ndi Ijipt imedide ndi Ijipt: ebe onye anọna ya na nwa-nne-ya ananu ọgu, ebe onye anọna ya na agbata-obi-ya ananu; obodo anemedide obodo, ani-eze anemedide ani-eze. 3 Agerupu mọ Ijipt n'etiti ya; agamenomi alo-ya: fa gaju ase n'aka alusi, na aka ndi ntakwu, na aka ndi nwelu ajọ mọ, na aka ndi dibia afa. 4 Agamewelu ndi Ijipt nye dinwenu neme ife-ike; eze di egwu gecili fa, ka Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, kwulu. 5 Mili gata n'orimili nnu, orimili ganata wetasia nca. 6 Orimili gesi-ga ísì; uzọ-mili-ga nke Mazoa gebenata tasia: ami na okpoko mili gajanwusi. 7 Ani afifia ndu didebe Nail, n'ikpele Nail, na ife nine akulu n'ikpele Nail, gakposi nku, acusa fa, fa amadizi. 8 Ndi ọkù azi gakwa akwá, ndi nine natunye ukpò na Nail geru uru, ndi nagbasa

agadabu na mili gatasi aru. 9 Ọzọ ndi ji ade etili eti alu ọlu, na ndi nakpa akwa ọca, ifele geme fa. 10 Agetilisi ide-ya-ga, ogewuta ndi nalu ọlu ugwọ na nkpulu-obi. 11 Ndi-isi Zoan busi ndi nkafie; alo ndi-ọtu-alo Fero nwekalisili amamife nemelu *alo* anu ọfia: kezi ka unu si asi Fero, Munwa bu nwa onye amamife, nwa ndi-eze gbo? 12 Kezi ndi-amamife-i? ka fa gosi i kita; ka fa malu azi ife Jehofa nke usu *ndi agha* zubelu Ijipt. 13 Ndi-isi Zoan abulugo ndi nkafie, alaputago ndi-isi Nof; fa edufugo Ijipt, ndi bu nkpuma nkuku nke ebo-ya-ga. 14 Jehofa agbagwago mọ nke isọ-ngọngọ n'etiti ya: fa wedufue Ijipt n'ọlu-ya nine, dika onye manya negbu si ejefie n'ife ọgbọlu. 15 Ọlu ọbuna amadizili Ijipt, nke isi ma-ọbu ọdu, igu ma-ọbu ami, galu.

16 N'ubọsi afu Ijipt gadi ka umu-nwayi: ọganama aru nni natu egwu maka nferube aka Jehofa nke usu *ndi agha*, nke Yanwa neferube n'enu ya. 17 Ani Juda gabulu Ijipt ife egwù, onye efotana ya gatu egwu, maka izuzu Jehofa nke usu *ndi agha*, nke Yanwa zubelu medide ya.

18 N'ubọsi afu obodo ise gadi n'Ijipt nasu asusu Kenean, nañulu Jehofa nke usu *ndi agha* iyi; agakpọ ofu Obodo nbibi.

19 N'ubọsi afu ebe icu aja gadili Jehofa n'etiti ani Ijipt, ofu ide nkpuma n'okè-ani-ya gadi-azi-li Jehofa. 20 Ọgabulu Jehofa nke usu *ndi agha* ife arima na ife ama n'ani Ijipt: makaña fa gakpọku Jehofa maka ifi ndi nmegbu, Ogezitalu fa onye nzọputa, na odogwu, ọganaputa fa. 21 Jehofa geme ka Ijipt malu Ya, ndi Ijipt gama Jehofa n'ubọsi afu; eye, fa geji àjà na ife nru wefe Ya, fa gekwe Jehofa nkwa di nsọ, me azi ya. 22 Jehofa

geti Ijipt, neti nazọ; fa gecighakute Jehofa, fa gayọta Ya, Ọgazọ fa.

23 N'ubọsi afu uzọ akwanili akwani gesi n'Ijipt je n'Asiria, onye Asiria gabia n'Ijipt, onye Ijipt *abia* n'Asiria; ndi Asiria na ndi Ijipt gefekọ ọnu.

24 N'ubọsi afu ka Israel geme Ijipt na Asiria itọ, ngọzi n'etiti uwa: 25 makana Jehofa nke usu *ndi agha* agọzigo fa, si, Ngọzi dili Ijipt ndi nkem, na Asiria ọlu akam, na Israel *nke bu* ụkwùm.

20 1 N'arọ Tātan bialu n'Aṣdod, mgbe Sagon eze Asiria ji zie ya, owebue Aṣdod agha wewelu ya; 2 n'ọge afu Jehofa kwue n'ọnu Aisaia nwa Ẹmoz, si, Je, gatọpu akwa uju n'úkwù-i, yipu akpukpọ-ukwu-i n'ukwu-i. Ọweme nọfu, gbalu ọtọ neje n'ukwu nkiti. 3 Jehofa wesi, Dika odibom bu Aisaia si gbalu ọtọ neje n'ukwu nkiti arọ itọ maka ife arima na ife ebube nke dili Ijipt na Itiopia; 4 nọfu ka eze Asiria gesi dupu ndi Ijipt adọlu n'agha, na ndi Itiopia adọpulu n'ani-fa, ka umu-aka ka ikenye, gbalu ọtọ na úkwú afulu, gbalu ọtọ n'úkwù, nya bu ọtọ Ijipt. 5 Obi gemebi fa ifele eme fa, maka ndi Itiopia bú ife-itu-anya-fa, na Ijipt bú otuto-fa. 6 Ndi bi n'ọba-n'ani nke orimili nnu nka gasi n'ubọsi afu, Ne, ife di nọnwọ bu ife ayi natu anya ya, ebe ayi gbasili maka inyeaka ka ewenaputa ayi n'aka eze Asiria: ayinwa, kedu ka ayi gesi gbapu?

21 1 Ibu ebolu ọfia kwu nkiti nke orimili nnu. Dika oke ifufe dị n'Adagbe nefesa efesa, owesi n'ọfia kwu nkiti bia, sitena ani di egwu. 2 Egosilim ọfù di ntulu; onye aghughọ neme ife aghughọ, onye nkwali nakwali. Rọgo, ngi Ilam; nọcibido,

ngi Midia; ize-ume nine di ya ka Mmelu ka ọkwusi. 3 Nya kpatalu úkwùm ji juputa n'ife ngbu, ife ngbali ejidegom, dika ngbali nwayi ime neme: erugọlum erugọ nke melu na adamanu ife; obi mebilim nke melu na adamafu uzọ. 4 Obim nefughali, nkuja neyim egwu: anyasi nke sọlum usọ erughaligolum aru-ima-nni. 5 Fa kwadebe tebel, fa cebe nce, fa lie, fa la: binienu ọtọ, unu ndi-isi, tenu ọta ude. 6 Makana nọnwọ ka Dinwenu-ayi gwalum, Je, kwuba onye nce; ka ogosi ife ọfulu: 7 mgbe ọfulu usu, ndi anyinya bu so ibọa ibọa, usu anyinya-ibu, usu kamel, ọgaṅa nti naṅakwasi nti. 8 Ọwekpọ dika agaba: Dinwenum, munwa nakwu n'enu unọ nce mgbe nine n'efifie, anakwuba azi munwa na ncem ucici nine: 9 ne, usu ndikom abiana, ndi anyinya bu so ibọa ibọa. Ọweza, si, Babilon ada, ọda; alusi nine apili api nke cuku-ya-ga ka etikpọdalusili ani. 10 Ngi ife-nsucam, na nwa nké ebe-isuca-ọkam: ife mnugolu n'ọnu Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, ka mgosili unu.

11 Ibu ebolu Duma.

Ofu onye si na Sia wekpọm oku, Onye nce, kedu ka ucici si aga? Onye nce, kedu ka ucici si aga? 12 Onye nce wesi, Ututu abiana, na ucici azi: ọbuluna unu gaju ase, juanu ase: cighanu, bianu.

13 Ibu ebolu Arebia.

N'ugboko *di* n'Arebia ka unu ganwu ula, unu usu ndi Didan naga ije.* 14 Kutalunu onye akpili neghekpọ mili; unu ndi bi n'ani Tima welu nni-unu gezuta onye ọsọ. 15 Makana fa gbanahalu n'iru nmà-agha, n'iru nmà amiputalu amiputa,

na iru uta adọlu adọ, na iru agha sili ike. 16 Makana nọnwọ ka Dinwenu-ayi gwalum-li, Tupu ofu ngba-arọ, etu arọ onye ọlu ugwọ si di, otuto nine nke Kida gagwusi: 17 ndi gbọputalu n'ọnu-ọgu ndi uta, ndi-dike nke umu Kida, gabu onenone: makana Jehofa, Cuku nke Israel, ekwugo.

22 1 Ibu ebolu mgbulugudu ọfu.
Ginizi neme i, iji rọgogbado nọ n'enu unọ?
2 Ngi onye juputalu na nkpọtu, obodo nkpọsu, obodo ngoli; ndi-i egbulu ejirọ nmà gbu fa, nke fa nanwu n'agha. 3 Ndi-isi-i nine gbapulu n'ofu nje, efiedolu fa nágba fa uta: ndi nine ekwudolu nime i ka efiekọdolu ọnu, fa gbatelu aka. 4 Nya ka mji si, Wepu anya-i n'arum, agamakwakpọ anya; agbanuna ngbanu ikasim, maka nbibi ada ndi nkem. 5 Makana ọbu ubọsi nkpọsu, na nke nzọda, na nke igbaghali, sitena aka Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, na mgbulugudu ọfù; ntikpọda nke aja, na ikpọku ugwu-ga nkpu. 6 Ilam bulu akpa ufele, na ugbọ-ani madu julu na ndi anyinya bu; Kia wekpughepu ọta. 7 Oluzia, na mgbulugudu-i nke makalisili nma juputalu n'ugbọ-ani-ga, ndi anyinya bu wedo onwefa n'usolo n'ọnu-uzọ-ilo. 8 Ọwewepu ife ngbodo Juda; inelu anya mbọsi afu n'ife agha di-ga n'unọ ugboko. 9 Unu wefu ngbọwa obodo Defid, na fa balu uba: unu wekpokọba mili nke ọdọ mili di ani. 10 Unu wegua unọ Jerusalem ọnu, unu wetikpọ unọ ime ka aja-odido sie ike. 11 Unu wemebe azi ebe idebe mili nke ọdọ mili ocie n'etiti aja nabọ afu: ma unu enekwasirọ Onye melu ife a anya, nke unu nafu Onye kpulu ya tekali. 12 N'ubọsi afu ka Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, kpọlu ikwa akwá, na iru uru, n-

ikọ isi mkpukpuya, na ije akwa uju: 13 ma ne, ngoli na aṅuli, igbu efi na igbu atulu, ili anu na ila manya: ka ayi neli nala, makana ayi ganwu eci. 14 Jehofa nke usu *ndi agha* wekpughepu Onweya na ntim, Ezie amekpucili unu ajọ omume a unu ewenwuru, ka Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, kwulu.

15 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, kwulu, si, Je, gakulu onye a nedozi àkù, bu Sebna, nke bu isi n'unọ, *si*, 16 Gini ka inwelu n'ebea? onye ka inwelu n'ebea, iji waputalu onwei ini n'ebea? nawaputalu onweya ini n'ebe di enu, negwuputalu onweya ebe obi n'enu nkpuma! 17 Ne, Jehofa gatupu i n'ike, ngi nwoke; eye, Ogejisi i ike. 18 Ogejikọba i dika ife ọtutu *tua i* n'ani bulu ibu; ebe afu ka iganwu, ebe afu ka ugbọ-ani-ga nke otuto-i gadi, ngi ife nneni nke unọ dinwenu-i. 19 Agamacupu i n'ọkwa-i, Ogesi n'ọnọdu-i dọda i. 20 Ọgeme azi n'ubọsi afu, agamakpọ odibom bu Elaiakim nwa Hilkaia: 21 agameyikwasi ya otogbo-i, welu akwa-ọfifie-i gba ya ume, agametinye ici-ani inaci n'aka-ya: ọgabu azi nna ndi bi na Jerusalem, na unọ Juda. 22 Nkpisi-ugodi unọ Defid ka Mgekokwasi n'uku-ubu-ya; ọgakpaghe, onye ọbuna amakpaci; ọgakpaci, onye ọbuna amakpaghe. 23 Agamakpọdo ya ka nkpukpọ n'ebe kwesili ncekwube; ọgabulu azi unọ nna-ya ukpo nke otuto. 24 Fa gekokwasi otuto nine nke unọ nna-ya n'enu ya, umu-*ya* na umu-nna-*ya*, umu ọbele ife nine, sitena ife bu iko-ga genyena ite mili-ga. 25 N'ubọsi afu, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, ka ọgakpọpu bú nkpukpọ akpọdolu n'ebe kwesili nce-

kwube; agegbutu ya n'ani, ọda, agebepu ibu di n'enu ya; makana Jehofa ekwugo.

23 1 Ibu ebolu Taia.
Cibanu akwá, unu ugbọ Taṣiṣ; makana etikpọgo ya, Nyabu na unọ ọbuna adirọ, nbanye ọbuna adirọ: ekpughelu fa sitena ani Kitim. 2 Delunu du, unu ndi bi n'ọba-n'ani orimili nnu; ngi onye ndi afia Zaidon, nagafega orimili nnu, nyejugolu ife aka. 3 N'enu nuku mili-ga nkpulu Ṣaihoa, ọwuwe-nni nke Nail, bu ife-elele-ya; ọbu ebe izu afia nke mba-ga. 4 Ka ifele me i, ngi Zaidon: makana orimili nnu ekwugo, ebe sili ike nke orimili nnu, si, Ime akemerọm, nke mnamu amu, nke mneme ka umu-ikolọbia lue ogo, nke mnazunita umu-agbọ. 5 Mgbe akukọ bialu n'Ijipt, akukọ Taia gewuta fa agadaga. 6 Fenu na Taṣiṣ; cibanu akwá, unu ndi bi n'ọba-n'ani orimili nnu. 7 Ọbu nka bu *obodo* ngoli uuu, nke ọge nbido-ya buli n'ubọsi gbo, onye ukwu-ya butelu ya aka inwu ula? 8 Onye zutalu nka imedide Taia, *obodo* nekpube *ndi ọzọ* okpu eze, nke ndi-afia-ya bu ndi-isi, nke ndi-ije-afia-ya bu ndi nwelu otuto n'uwa? 9 Jehofa nke usu *ndi agha* zutalu ya, imetọ ngala otuto nine, ime ndi nine nwelu otuto n'uwa ife ánì. 10 Gafe ani-i dika Nail, ngi ada nke Taṣiṣ, akwa nfiedo adirọzi i *n'ume.* 11 Ọsetipugo aka-ya n'orimili nnu, ọmarubego ani-eze-ga: Jehofa etigo iwu maka Kenean, ka egbusisia ebe si-ga-lu ike di ya. 12 Ọwesi, Imegoli ọzọ, ngi nwa-agbọ bú ada Zaion anemebi emebi: binie, fe na Kitim; ọbunadu n'ebe afu imenwe izulu-ike. 13 Ne, ani ndi Kaldea; ndi nka adirọzi ọzọ; onye Asiria edozigolu ya ar

ọfia: fa lunili unọ-agha-fa-ga, fa akwatu nuku unọ-ya-ga; ọme ya ka ọbulu obo ife dalu ada. 14 Cibanu akwá, unu ugbọ Taṣiṣ: makana etikpọgo ebe sili ike unu. 15 Ọgẹme azi n'ubọsi afu, na agecezọ Taia ọgu arọ itọ na ili, dika ubọsi ofu eze: ọgu arọ itọ na ili gasia ọgabulu Taia dika abù nwayi nayi ọyi. 16 Welu ubọ-akwala, jeghalia n'obodo, ngi nwayi nayi ọyi ecezọlu ecezọ; kpọ ubọ ọfuma, bua imelime abù-ga, ka eweceta i. 17 Ọgeme azi mgbe ọgu arọ itọ na ili gasili, na Jehofa geneta Taia, ogecigha n'itu-mgbele-ya, ya na ani-eze uwa nine nke di-ga n'enu uwa gayi ọyi. 18 Ife oji akpali na mgbele-ya gabu ife di nsọ n'ebe Jehofa nọ: amakpado ya nke anebukọba ya; makana ife oji akpali gadili ndi bi n'iru Jehofa, iliju afọ na inwe ọmalica akwa.

24 1 Ne, Jehofa nerupu uwa, neme ka ọtọgbọlu nkiti, nagha azi ya iru, nakpasa azi ndi bi ya. 2 Ọgeme azi, na ka ogesi dili ndi ọbuna, nọfu ka ogesi dili onye ncu aja; ka ogesi dili odibo-nwoke, nọfu ka ogesi dili dinwenu-ya; ka ogesi dili odibo-nwayi, nọfu ka ogesi dili nne nwe ya; ka ogesi dili onye nego ego, nọfu ka ogesi dili onye nele ele; ka ogesi dili onye nezinye ezinye, nọfu ka ogesi dili onye nezita ezita; ka ogesi dili onye nana uma, nọfu ka ogesi dili onye nenye ya uma. 3 Agerupusi uwa nca nca, kwalisia ya, makana Jehofa ekwugo okwu a. 4 Uwa neru uru najanwu, ani nine nagbu aru najanwu, ndi di enu nime ndi uwa nata aru. 5 Emelugo azi uwa n'okpulu ndi bi ya; makana fa ejefiego n'iwu-ga, rughalia ukpulu, mebie àgbà ebe-ebe. 6 Nya ka nkọca ji licapu uwa, ewema

ndi bi nime ya ikpe: nya ka eji sule ndi bi n'uwa, madu onenone wegbọputa. 7 Manya ọfu neru uru, fain nakpọnwu, obi anụli nine neze ume. 8 Ngoli ájà akwusigo, nkpọtu ndi negoli ngoli ejedebego, ngoli ubọ-akwala akwusigo. 9 Fa amejizi abù la manya *fain;* ife ọlila di ike ganenu ndi nala ya inu. 10 Etikpọgọ obodo tọgbọlu ikponcala: akpacigo unọ nine, ka madu ghalu ibata. 11 Nkpu nara n'ilo maka ifi manya *fain;* agbacie anụli nine, adọlugo ngoli di n'ani n'agha. 12 Ife fọdulu n'obodo bu nkpọnkpọ, etikpọdalu ọnu-uzọ-ilo n'ani. 13 Makana nọnwọ ka ọgadi n'etiti uwa n'etiti ndi *di n'ice n'ice,* dika ntirube osisi ọlif, dika ighọ nkpulu fain nke fọdulu afọdulu ma aghọsia. 14 Ndia gebunita onu-fa, fa gakpọ nkpu; maka ebube Jehofa fa gesi n'orimili nnu kpọsie ike. 15 Maka ya nyenu Jehofa otuto n'ebe anwu si awa, *bú* afa Jehofa, Cuku nke Israel, n'ọba-n'ani orimili nnu.

16 Sitena ebe uwa jedebelu ayi anugo abu-ọma, otuto dili onye ezi omume. Mwesi, Atacasiam aru, atacasiam aru, afufu nadilim! ndi aghughọ aghọgo; eye, ndi aghughọ aghọgo ri nne. 17 Egwù, na onunu, na ọnyá, dili i, ngi onye bi n'uwa, 18 Ọgeme azi, na onye nke gagbanari onu ife egwù gadaba n'onunu, onye si n'ani onunu ligota gama n'ọnya: makana emeghepugo windo di-ga n'enu, ntọ-ani uwa namarube. 19 Etikpọgo uwa nca nca, etilisigo uwa, uwa wesọba ajọ ngọngọ. 20 Uwa ganasọ ngọngọ ka onye manya negbu, anebughali ya ka anebughali ebe inwu ula; njefié-ya ganyido ya, ọgada, omebinizi ọzọ.

21 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na Jehofa geneta usu ndi di enu n'ebe di enu, *neta* azi ndi-eze uwa

n'uwa. 22 Agekpokọba fa, ka esi ekpokọba ndi unọ-nga n'onunu, kpọcie fa n'unọ-nga, imelime ubọsi gasia eneta fa. 23 Agamenye azi ọnwa ifele n'iru, ifele geme azi anya-anwu; makana Jehofa nke usu *ndi agha* geci eze n'ugwu Zaion, na Jerusalem, otuto *gadi* n'iru ndi-ikenye-Ya.

25 1 Jehofa, Nginwa bu Cuku nkem; agamebuni I, agamekene afa-I; makana Imego ife di-ga ebube, *bú* alo gbo-ga, n'ikwesi-ncekwube na ezi-okwu. 2 Makana Imego ka obodo bulu obo *nkpuma; me* ka obodo egwurubelu iga bulu obo ife dalu ada: *me* ka nuku unọ nke ndi ani madu ghalu ibuzi obodo; amalunwozi ya ebe-ebe. 3 Nya ka ndi di ike geji nye I otuto, obodo mba di-ga egwu gatulu I egwu. 4 Makana Ibugolu onye nenwerọ ike ebe sili ike, bulu ọgbenye ebe sili ike na nkpa-ya, ebe ngbaba n'oke mili ozizo, ndo n'okpomọku, mgbe oke ifufe ndi di egwu ji di ka oke mili ozizo namakwasi aja-odido. 5 Dika okpomọku n'ebe kpọlu nku nọfu ka Igesi wedata nkpọtu ndi ani madu; dika okpomọku na ndo ulukpu, nọfu ka agesi budata abù ndi di egwu. 6 N'ugwu a ka Jehofa nke usu *ndi agha* gesili ndi nine *n'uwa* olili nke ife ma-ga-lu abuba, ọlila ezigbo manya *fain* dolu edo, nke ife ma-ga-lu abuba juputa n'umi, na manya dolu edo azalu ọfuma. 7 Ogenomina iru ife ngbodo gbodolu ndi nine *n'uwa*, na ife nkpudo ekpudolu mba nine, n'ugwu a. 8 Onominago ọnwu ọkpu; Dinwenuayi Jehofa geficapu anya mili n'iru nine; Ọgewepu azi ife nkpali ndi-Ya n'uwa nine: makana Jehofa ekwugo.

9 Agekwu n'ubọsi afu, si, Ne, Nka bu Cuku-ayi, ayi egego Ya, Ọgazọputa ayi: Nka bu Jehofa;

ayi egego Ya, ayi gegoli ṅulia azi na nzọputa-Ya. 10 Makana n'ugwu a ka aka Jehofa gadakwasi, agazọtu Moab n'ebe ọdi, ka esi azọli afifia na mili onunu ikpo afifia. 11 Ọgagbasa aka-ya n'etiti ya, ka onye negwu mili si agbasa *aka-ya* igwu mili: Ogebudata ngala-ya na ọlu aghughọ nke aka-ya. 12 Iga nke unọ enu nke aja-odido-i ka Obudatago, tọgbọ ya, turalue ya n'ani, *ọbunadu* n'etum.

26 1 N'ubọsi afu ka agabu abù a n'ani Juda: Ayi nwelu obodo sili ike; nzọputa ka Ogedo ka ọbulu aja-odido na iga. 2 Meghepunu ọnu-uzọ-ilo-ga, ka mba ezi omume nedebe ezi-okwu webata. 3 Igedebe *ya* n'ezigbo ndokwa, *bù onye* ilolo-uce-*ya* dababelu *I:* makana ocekwubelu I. 4 Cekwubenu Jehofa ọkpu: makana Ja Jehofa bu nkpuma ebe-ebe ebe-ebe. 5 Makana Orunatago ndi bi n'enu, obodo di enu: Ọnatọgbọ ya n'ani, Ọnatọgbọ ya n'ani, *ọbunadu* n'ani; budalue ya n'etum. 6 Ukwu gazọtu ya; *bú* ukwu onye ebudalu ebuda, na ama-ukwu ndi nenwerọ ike. 7 Uzọ onye ezi omume bu ife kwu ọtọ: Ngi Onye kwu ọtọ netela uzọ onye ezi omume. 8 Eye, n'uzọ ikpe-I-ga, Jehofa, ka ayi gegolu I; ọcicọ nkpulu-obi-ayi di n'ebe afa-I na ebe nceta-I di. 9 Nkpulu-obim ka mji acọ I n'ucici; eye, agameji mọm di n'imem wecọsi I ike: makana ngbe ikpe-I di-ga n'uwa, ndi bi n'ani nine namuta ezi omume. 10 *Ọbulugodu na* amualu onye ọjọ amala, ọmamuta ezi omume; n'ani ife kwu ọtọ ka ọganeme ajọ omume, ma ọmafu ebube Jehofa anya.

11 Jehofa, ebunili aka-I enu, ma fa afurọ *ya: ma* fa gafu ekwolo-I maka ndi-I, ifele eme fa; eye, ọku ndi nemedide I gelicapu fa, 12 Jehof-

Igedebelu ayi ndokwa: makana llugo-azi-li ayi ọlu-ayi nine. 13 Jehofa Cuku-ayi, dinwenu ọzọga enwego ayi nyelu I; ma ọbu sọsọ sitena I ka ayi geji fota afa-I. 14 Ndi nwulu anwu adadi ndu; ndi nadirọ ndu adebini: nya ka Iji neta fa wemebie fa, me ka nceta-fa nine na n'iyi. 15 Imego ka mba afu wanye, Jehofa, Imego ka mba afu wanye; edogo I otuto: Isewanyego ọkè ani afu nine.

16 Jehofa, na nkpa ka fa cọgolu I, fa rupu *obi-fa* n'ekpele *ka* idọ-nti-I di n'aru-fa. 17 Dika nwayi di ime, nke jekọ gamu nwa, si nọdu na ngbali nakpọ nkpu n'ife-ngbu-ya; nọfu ka ayi si di n'iru I, Jehofa. 18 Ayi adigo ime, nọdu na ngbali, ayi muputalu dika agasi na ọbu ifufe; ayi aluro ọlu nzọputa ọbuna n'uwa; nke ndi bi n'ani nine nada. 19 Ndi-I nwulu anwu gadi ndu; ozum-ga gebini. Tetanu buanu abu ngoli, unu ndi bi n'etum: makana igiligi-I di ka igiligi ifè, ani gamuputa ndi nadirọ ndu.

20 Ndi nkem, bia, ba nime unọ-i-ga, mecibido onwei uzọ: zobe onwei nwantinti ọge, ka ajọ iwe wegafe. 21 Makana, ne, Jehofa si n'ọnọdu-Ya puna iji ajọ omume ndi bi n'uwa weneta fa: ani azi gekpughepu ọbala-ya, omekpudozi ndi-ya egbulu egbu ọzọ.

27 1 N'ubọsi afu Jehofa geji nmà-agha-Ya di alọ di nuku si-azi-li ike weneta lefaiatan bú agwọ nagba ọsọ, na lefaiatan bú agwọ di ngiligọ; Ogegbu dragon di n'orimili nnu.

2 N'ubọsi afu: Ofu ugbo manya *fain*, buanu abù ngoli maka ya. 3 Munwa bú Jehofa nece ya; agamnagba ya mili ọge nine: maka onye ọbuna eneta ya, agamnece ya ucici na efifie.

4 Onuma adiro nimem: buluzidu na okilika na ogwu medidelum n'agha! agamawaku fa, agamesuleko fa onu. 5 Omezi ka ojide ikem, ka Mu na ya wedokwa; *eye*, ka Mu na ya dokwa. 6 N'odi-n'iru Jekob gagbado nkpologwugwu; Israel gara ifulu gbawa: fa gamiju nkpulu n'ani nine.

7 Otigo ya ka osi ti ndi tili ya? ka obu na egbugo ya ka esi gbu ndi ogbulu? 8 Na nsi-ama, mgbe Izipulu ya, Ngi na ya lulitalu uka; Owelugo oke ifufe-Ya wewepu *ya* n'ubosi ifufe iru-anya-anwu. 9 Nya ka ageji welu nka kpucie ajo omume Jekob, nka bu nkpulu nine nke iwepu njoya; mgbe oji me nkpuma nine nke ebe icu aja ka fa di ka ako nzu etilili etili, Aserim na alusi anya-anwu-ga amebinizi ozo. 10 Makana obodo egwurubelu iga akwulugo efem, ebe obibi arapugolu gbabo azi, dika ofia kwu nkiti: n'ebe afu ka nwa efi gata afifia, n'ebe afu ka ogedina ani, tasia anaka-ya-ga. 11 Mgbe ngadaba-ya kpolu nku, agakpajipu fa; umu-nwayi gabia, sule fa oku: makana obu ndi nenwero nghota; nya kpatalu na Onye kelu fa amemelu fa ebele, Onye kpulu fa amegosi fa iru oma.

12 Ogeme azi n'ubosi afu, na Jehofa geticapu *nkpulu oka-ya*, sitena olulu Orimili genyena miliiyi Ijipt, agatutuko ununwa n'ofu n'ofu, unu umu Israel.

13 Ogeme azi n'ubosi afu, na agegbu nuku opi; ndi nako n'iyi n'ani Asiria gabia, na ndi acusalu acusa n'ani Ijipt; fa gesekpulu Jehofa n'ugwu di nso na Jerusalem.

28 1 Afufu gadili okpu-eze ngala nke ndi-olaka-manya Ifraim, na ototo osisi nke nma

ya di otuto najanwu ajanwu, nke di n isi mgbulugudu namasi nni nke ndi manya negbu! 2 Ne, Dinwenu-ayi nwelu onye dinkpa sili ike; dika mili ozizo nke aku mili igwe, oke ifufe nemebi ife, dika ebili mili si-ga-lu ike nelu elu, ka ogeji aka butu n'ani. 3 Agazọtu okpu-eze ngala nke ndi-ọlaka-manya Ifraim n'okpulu ukwu: 4 ototo osisi nke nmá-ya di otuto najanwu ajanwu, nke di n'isi mgbulugudu namasi nni, gadi ka nkpulu fig calu aca izizi tupu ọkọci; nke mgbe onye nelu ya anya fu ya, n'ebe ọnabufu n'aka-ya ono ya. 5 N'ubọsi afu ka Jehofa nke usu *ndi agha* gabulu ndi-Ya gbọputalunu, okpu-eze otuto, na ọmalica okpu: 6 bululu onye nọ n'ikpe mọ ikpe, bulu ike ndi nacucigha *ndi nebu* agha n'ọnu-uzọ-ilo. 7 Ma ndia azi ejefiego sitena manya, sọ azi ngọngọ sitena ife ọlila sili ike; onye ncu aja na onye amuma ejefiego sitena ife ọlila sili ike, manya enomigo fa, fa asọgo ngọngọ sitena ife ọlila sili ike; fa jefielu n'ifu ọfù, sọ ngọngọ n'ikpem. 8 Makana tebel nine juputalu n'agbọlọ *na* ife lulu inyi, *nya bu na* ọnwerọ ebe *di ọca*. 9 Onye ka Ọgakuzili ife ọmuma? onye ka Ọgeme ka ọghọta ozi afu? ndi ralu ala, napu ala ka? 10 Makana ọbu ife etili n'iwu kwasi ife etili n'iwu, ife etili n'iwu kwasi ife etili n'iwu; ndili kwasi ndili, ndili kwasi ndili; nwantinti n'ebea, nwantinti n'ebenu. 11 Eye, sitena egbugbele-ọnu nasu-ga nsu na ile di ice ka Ogeji gwa ndi nka okwu: 12 ndi Ọsi, Nka bu izulu-ike; nyenu onye ike gwulu izulu-ike; nka bu itunye ndu afu: ma fa ekwerọ inunu. 13 Okwu Jehofa gabulu azi fa ife etili n'iwu kwasi ife etili n'iwu, ife etili n'iwu kwasi ife etili n'iwu; ndili kwasi ndili, ndili kwasi ndili; nwantinti n'ebea,

nwantinti n'ebenu ; ka fa weje, dacigha azu, etijie fa, fa ama n'ọnya, ejide fa.

14 Nyabu nulunu okwu Jehofa, unu ndi akaje, ndi naci ndi nka bi na Jerusalem : 15 Makana unu ekwugo, Ayi na ọnwu emego agba, ayi na Ṣeol ekwekọligo; mgbe itali nke nekpocapu ife gagafe, ọmabiakute ayi ; makana ayi emego ka okwu así bulu ebe-ngbaba-ayi, n'okpulu así ka ayi zobelu onweayi· 16 nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si, Ne, atọgbọgom na Zaion nkpuma, nkpuma anwalu anwa, *nkpuma* nkuku di oke ọnu nwelu ntọ-ani sili ike, ka ọbulu ntọ-ani : onye kwelunu amagbanu ngbanu. 17 Agameme azi ka ikpe bulu ndili, ka ezi omume bulu ife òsìsì : aku mili igwe gazacapu ebe ngbaba nke okwu asi-ga, mili gerucalu ebe nzuzo. 18 Agekpuci àgbà unu na ọnwu, nkwekọ unu na Ṣeol amakwudo ; mgbe itali ikpocapu ife gagafe, ọgazọtu azi unu. 19 Kwa ọgafena, ọganwude unu ; makana ọganagafe kwa ututu, na efifie na ucici : ọgabu azi sọsọ akpajiji ighọta ozi afu. 20 Makana àkwà adika nkenke nke madu gesetipusia onweya n'enu ya ; akwa ogbugbo di ka walala nke izulu ya fuba onweya. 21 Makana Jehofa gebini dika n'ugwu Perezim, Ọgewe iwe dika na mgbulugudu Gibeon ; ka Ọwelua ọlu-Ya, ọlu afunene Ya, fe azi nru-Ya, bu nru afunene Ya. 22 Nyabu unu emena akaje, maka eme ka agbu-unu sie ike : makana nkpocapu, nke ezubelu, n'enu uwa nine, ka mnulu n'ọnu Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha.*

23 Genu nti, ka unu nulu onum ; ṅanu nti, nulunu okwu ọnum. 24 Onye nakpọbo ani nakpọbo ogonogo ubọsi nine igha *nkpulu* ka ? onetiwa netikpọ ukpolo ani-ugbo-ya *ogonogo ubọsi nine*

ka? 25 Mgbe ọmelu ka iru-ya tela, ọdawusa fic, gha cọmin, kua okili na ndili, *gha* ọka n'ebe akalu ya, *gha* spelt na npenpe-ya ka? 26 Makana Cuku-ya nagbazili ya ofuma, nakuzili ya. 27 Makana ejiro ife *nsuca* di nko wesuca fic, nke anakpọle wīl nke ugbọ-ani n'enu cọmin; ma eji ugbolo tica fic, welu ọkpọsi tica cọmin. 28 Anegweli *okili iji me* acica ka? makana ọmanesuca ya ọge nine: ọbu ezie na wīl nke ugbọ-ani-ya na anyinya-ya nakpasa ya, ma ọdegweli ya. 29 Nka azi si n'aka Jehofa nke usu *ndi agha* puta, Onye di ebube n'ira alo, bulu ọkaka n'izube ife.

29 1 Afufu gadili Eriel, Eriel, obodo ebe Defid nyeluli ikwu! nagbakọnyenu aro n'aro; ka olili gbaruta: 2 agamakpagbu azi Eriel, ize ume na isu ude gadi: ọgadi-azim ka Eriel. 3 Agamenyerube i ikwu okilikili, welu uno agha nọcibido i, agamedoni aja iji nọcibido i. 4 Agebuda i isi n'ani, igesi n'ani kwue okwu, okwu-i gesi n'etum di n'ani; onu-i gadi ka onye nwelu ajọ mọ, si n'ani puta, okwu-i gesi n'etum natakwu puta. 5 Ma ìgwè ndi ani madu nemedide i gadi ka ọbele etum, ìgwè ndi di egwu gadi ka igbogbo nagafe agafe: eye, ọgeme n'ofu nje na ntumade. 6 Jehofa nke usu *ndi agha* geji akpala, na ani nmarube, na nuku nkpọtu, na oke ifufe na nuku ikuku, na ilele ọku nalacapu alacapu, weneta ya. 7 Ìgwè mba nine azi nebuso Eriel agha, bú ndi nine nebuso ya na ebe-ya sili ike agha, na ndi nakpagbu ya, gadi ka nlọ, ofù ucici. 8 Ọgadi ka mgbe onye agu nagu lọlu nlọ, ne, oneli ife; ọtetazia, nkpulu-obi-ya atọgbọlu nkiti: ma-ọbu dika mgbe onye agu mili nagu lọlu nlọ, ne, ọnala mili;

ọtetazia, ne, ufu ekpue ya, agu anagu nkpulu-obi-ya: nọfu ka ìgwè mba nine nke nebuso ugwu Zaion agha gadi.

9 Kwulunu ka ọtu unu n'anya; menu ka unu kpue isi, kpuenu isi: ife negbu fa, ma ọburọ manya; fa nasọ ngọngọ, ma ọburọ n'ila ife ọlila sili ike. 10 Makana Jehofa eruwusago unu mọ oke ula, kpucie anya-unu, *bú* ndi-amuma; isi-unu, *bú* ndi ọfù, ka Okpudolu. 11 Ọfù nine di unu ka okwu di-ga n'akwukwọ afucisili ike, nke ewelu nye onye malu akwukwọ, si, Biko, gua nka! ọwesi, Apurọm, makana afucisili ya ike: 12 ewelu akwukwọ afu nye onye namarọ akwukwọ, si, Biko, gua nka: ọwesi, Amarọm akwukwọ.

13 Dinwenu-ayi wesi, Ebe ndi nka ji ọnu-fa akpudebem, fa welu egbugbele-ọnu-fa nenyem otuto, ma fa ewete obi-fa aka n'ebe Mnọ, egwu fa natulum bu ife madu tili n'iwu nke fa mutagolu: 14 maka ya, ne, agamalukwasi ọlu ebube n'etiti ndi nka, bú ọlu ebube na ife itu-n'anya: amamife nke ndi-amamife-fa gana n'iyi, agezobe nghọta nke ndi-nghọta-fa.

15 Afufu gadili ndi nacọ ebe di ogbu izobe alo-fa n'anya Jehofa, ọlu-fa adi-ga n'ọcici, fa nasi, Onye fulu ayi? onye malu ayi? 16 Nekene ka ọfegaunu si webuka! Agagunye ọkpu-ite n'ulọ; nke ife emelu eme gekwu maka onye melu ya, Ọmerọm; ma-ọbu ife akpulu akpu asi maka onye kpulu ya, Ọnwerọ nghọta? 17 Ọfọrọfu nwantikọlọ ọge, eweme ka Lebanon bulu ani namasi nni, agagunye ani namasi nni n'ugboko? 18 N'ubọsi afu ndi nti ganu okwu akwukwọ afu, anya ndi ìsì gesi na ngbaci na ọcici fuwa uzọ. 19 Ndi ume-ani azi geme ka aṅuli-fa bawanye na Jehofa, ndi bu

ọgbenye n'etiti madu gegoli n'Onye di Nsọ nke Israel. 20 Makana emego onye di egwu ka ọbulu ife nkiti, onye akaje kwusi, ebepugo ndi nine neculu ife neloro elo ula: 21 ndi neme ka madu me njọ sitena okwu-*fa*-ga, gbalu onye nadọ nti n'ọnu-uzọ-ilo ọnya, welu ife nkiti nuruka onye ezi omume. 22 Nya ka Jehofa, Nke gbaputalu Abraham, ji kwue nọnwọ maka unọ Jekob: Ifele amemezi Jekob kita, nke iru-ya nagbaluzi ọzọ. 23 Ma mgbe ọfulu umu-ya, bu ọlu akam, n'etiti ya, fa gedo afam nsọ; eye, fa gedo Onye di Nsọ nke Jekob nsọ, natu egwu Cuku nke Israel. 24 Ndi jefielu na mọ-*fa* gama azi nghọta, ndi natamu ntamu gamuta nkuzi.

30 1 Afufu gadili umu neriruka *n'uzọm*, ka Jehofa kwulu, ndi nara alo, ma ọburọ sitena akam; ndi neme agba, ma ọburọ sitena aka mọ nkem, ka fa wewelu njọ tinye na njọ: 2 ndi neje igbada n'Ijipt, ma fa ajurọ ese n'ọnum; ka fa wegbasi n'ebe sili ike nke Fero, gbaba na ndo Ijipt! 3 Nyabu na ebe sili ike nke Fero gabu ifele-unu, igbaba na ndo Ijipt abulu imenye unu ifele n'iru. 4 Makana ndi-isi-ya nọ na Zoan, ndi-ukọ-ya elugo na Hanes. 5 Ifele ndi manabalu fa n'ife ọbuna geme fa nine, ndi naburọ ife inye aka nke fa nabu ife elele, ma fa bu ife ifele, bulu azi ife nkpali.

6 Ibu ebolu anumanu-ga nke Adagbe.

Sitena ani nkpa na ife ngbu, ebe nwunye na oke agaba, aju-ani na agwọ ọku nefe efe, si abia, fa nebu àkù-fa natukwasi n'uku-ubu umu anyinya-ibu, natukwasi ọkù-fa n'azu kamel, ijeku ofu ndi ---anabalu *fa* n'ife. 7 Makana inye-aka Ijipt bu

ife neloro elo, na ife nkiti: nya ka Mji kpo ani a Rehab nke nano du, 8 Nyabu jebe, de ya n'ibe mgbo n'iru fa, denye azi ya n'akwukwo, ka odili oge odi-n'iru okpu ebe-ebe. 9 Makana nka bu ndi nanupu isi, umu nasi asi, umu manekwe inu iwu Jehofa: 10 ndi nasi ndi ofù, Afuzinanu; si ndi-amuma, Amazinalu ayi ife kwu-ga oto, nagwanu ayi ife telalu etela, mabanu amuma asi: 11 kpurukanu n'uzo, sinu n'okpu-uzo kpuruka, menu ka Onye di Nso nke Israel kwusi ikwuzi n'iru ayi. 12 Nya ka Onye di Nso nke Israel ji kwue nonwo, si, Makana unu julu okwu a, cekwube nkpagbu na isifie uzo, nadabebe ya; 13 nya ka ajo omume nka geji bulu unu mgbowa dako ada, nazapu nime aja odido di enu, nke ntikpo-ya nabia ofu nje na ntumade. 14 Ogetiwa ya dika etiwalu ite okpu-ite, tilisia ya ghalu irapu *ife obuna;* nyabu na amafu n'etiti ibelibe-ya-ga ibeleju iji wekpopu oku n'okpukpo-ntu, ma-obu iji azi ya wekupu mili n'omi. 15 Makana nonwo ka Dinwenu-ayi Jehofa, Onye di Nso nke Israel, kwulu, Na ncigha na izulu-ike ka agazoputa unu; ike-unu gadi n'ino du na iji ncekwuke: ma unu ekwero. 16 Ma unu si, Mba, makana ayi gebu anyinya wegbapu; nya ka unu geji gbapulili: Ayi galikwasi n'enu anu di ngwa; nya ka ndi nacu unu geji di ngwa. 17 Nnu nabo na iruli *gagbapu* na nba ofu onye; unu gagbapu na nba madu ise: genye ewerapu unu dika osisi okoloto n'enu ugwu, di azi ka okoloto n'enu ngongo. 18 Nya ka Jehofa geji gelu, ka Owemualu unu amala, nya ka ageji bunite azi Ya enu, ka Owemelu unu ebele: makana Jehofa bu Cuku ikpe; anuli nadili ndi nine nege Ya.

Digitized by Google

19 Makana ndi *Israel* gebi na Zaion nime Jerusalem : imebezi akwa ọzọ ; Ọgamualu i amala n'onu nkpu-i ; mgbe Ọganu, Ọgaza i. 20 Dinwenu-ayi genye azi i nni ukọ na mili nmegbu, amezobenwozi ndi-nkuzi-i ọzọ, ma anya-i gafu ndi-nkuzi-i : 21 nti-i ganu azi okwu n'ukutazu i, nasi, Nka bu uzọ, nejenu nime ya ; mgbe unu rughalili n'aka-nni, na mgbe unu rughalili n'aka-ekpe. 22 Unu gemelu oruru erulu alusi ọna-ọca i apili api, na oruru erulu alusi ọna-edo i akpulu akpu : igatusa fa dika ife lulu inyi ; igasi ya, Pua. 23 Ọgenye mili ozizo maka nkpulu-i, nke igeji wegha n'ugbo ; na nni nke si n'ife masili n'ani puta, ọgenwe abuba rie nne : n'ubọsi afu ka agazu ife-enunu-i n'ebe ita nni folu iru. 24 Efi-ga na umu anyinya-ibu azi nalu ugbo gata ife etinyelu nnu, nke ejili ọseke na azuzu wefuca. 25 N'ubọsi nke nuku ogbugbu, mgbe unọ-enu-ga gada, orimili *na* mili-iyi gadi n'enu ugwu nine di enu, na enu ngongo nine di enu. 26 Ìfè ọnwa azi gadi ka ìfè anya-anwu, ìfè anya-anwu gadi nmaji isa, dika ìfè nkpulu-ubọsi isa, n'ubọsi Jehofa gekedo ebe ilu aru nke ndi-Ya, zọ iti-ife nke ebe emetalu fa ọnya.

27 Ne, afa Jehofa si n'ọte-aka biana, nele ọku n'iwe-Ya, na oke anwulu nakwugo akwugo : egbugbele-ọnu-Ya juputalu n'ajọ iwe, ile-Ya di ka ọku nalacapu alacapu : 28 iku-ume-Ya di ka mili-iyi nelu elu, nke lulu ọbunadu genye n'onu, Ọgewelu nyọ nke ife neloro elo weyọ mba-ga : nga nke nedufu edufu *gadi* n'agba ndi *nine n'uwa*. 29 Unu genwe abu dika n'ucici edolu olili nsọ ; na anuli obi, dika mgbe ofu onye ji welu ọja jekọ ibata n'ugwu Jehofa, jekute Nkpuma Israel. 30 Jehofa geme ka anu onu-Ya di ebube, me ka afu

nweda nke aka-Ya, na ǫnuma nke iwe-*Ya*, na ilele ǫku nalacapu alacapu, na oke ifúfe, na oke mili ozizo, na aku mili igwe ga. 31 Makana agesite n'onu Jehofa tili onye Asiria, nke ji ǫkpǫsi eti. 32 Otiti ǫbuna nke nkulu arǫtalu arǫta, nke Jehofa geti ya, gesonyelu ájà na ubǫ akwala: n'agha nke nekwerube ekwerube ka Ogebuso fa. 33 Makana akwadebeluli Tofet gbo; eye, akwadebelu ya eze; Ǫmego ya ka ǫdi omimi di obosala: obo-ya bu ǫku na imelime nku; iku-ume Jehofa, dika mili-iyi brimston, nafunwu ya.

31 1 Afufu gadili ndi nagbada n'Ijipt maka inye-aka, nadabebe anyinya-ga; cekwube ugbǫ-ani-ga, makana fa rili nne, *cekwube* ndi anyinya bu, makana fa esika ike; ma fa adenekwasi Onye di Nsǫ nke Israel anya, nke fa naju ase n'aka Jehofa! 2 Ma Yanwa azi nwelu amamife, geweta azi ajǫ ife, Ǫmeweruka okwu-Ya n'usǫ: ma Ogebini imedide unǫ ndi neme ajǫ ife, na imedide inye-aka ndi neme ife nelorǫ elo. 3 Ndi Ijipt bu madu, fa aburǫ Cuku; anyinya-fa bu-ga aru, fa aburǫ mǫ: mgbe Jehofa geji setipu aka-Ya, ka onye nenye aka gasǫ ngǫngǫ, ka onye anenyelu aka gada, fa nine genwekǫ isi-njedebe. 4 Makana nǫnwǫ ka Jehofa gwalum, Dika mgbe agaba na okolǫbia agaba ji ede inwuli n'anu-ndǫli-ya, ma ǫbuluna akpǫputa ìgwè ndi nazu atulu imedide ya, obi amẹmebi ya n'onu-fa, nke ǫnewedata onweya maka nkpǫtu-fa: ǫbu nǫfu ka Jehofa nke usu *ndi agha* gesi gbadata ibuso ugwu Zaion na ngongo di ya agha. 5 Dika umu-nnunu si efe, ǫbu nǫfu ka Jehofa nke usu *ndi agha* gesi cedo Jerusalem; Ǫgecedo *ya* ganaputa *ya*, Ogagafega me ka ǫgbapu. 6 Unu

umu Israel, cighakutenu Onye unu rapulu jefiete aka. 7 Makana n'ubosi afu fa nine n'ofu n'ofu gekpopu alusi ona-oca fa na alusi ona-edo fa, nke aka-unu melu unu *ka obulu* njo. 8 Onye Asiria gada na nmà, oburo nke madu; nmà, nke nesitero n'aka madu, gelicapu ya: ogagbanabalu nmà, umuikolobia-ya gabulu ife utu. 9 Nkpuma-ya gagafe maka ifi egwu, obi gemebi ndi-isi-ya n'okoloto, ka Jehofa kwulu, Onye oku-Ya di na Zaion, obooku-Ya di na Jerusalem.

32 1 Ne, eze geci n'ezi omume, ndi-isi gaci n'ikpe. 2 Ofu nwoke gadi ka ebe nzedo izepu ifufe, na ebe nzuzo izonari oke ifufe; dika mili-iyiga n'ani okpo-nku, dika ndo nuku nkpuma n'ani ike gwulu. 3 Amekpuci anya ndi nafu uzo, ndi nanu ife gaña nti. 4 Obi ndi neme ife nélò élò azi gaghota ife omuma, ile ndi nsu gakwadebe ikwuwa okwu. 5 Amakponwozi onye nsokwu onye amalu afa-ya, nke anasi na onye aghugho bu onye afoofufo. 6 Makana onye nsokwu gekwu ife nsokwu, obi-ya geme ife neloro elo, ime ife alu, na ikwu okwu njefie medide Jehofa, ime ka nkpulu-obi onye agu nagu togbolu nkiti, me azi ka ife olila onye akpili kpolu nku kwusi. 7 Ife olu nke onye aghugho bu-ga ajo ife: yanwa nezube ajo izuzi iji okwu asi mebi ndi umeani, obunadu mgbe ogbenye kwulu ife kwu oto. 8 Ma onye amalu afa-ya zubelu ife amalu afa-fa; onye afu gakwudide sitena ife amalu afa-fa.

9 Binienu, unu umu-nwayi no nwabu, nulunu onum; unu umu nwayi ji ncekwube, genu nti ife mnekwu. 10 Unu umu-nwayi ji ncekwube, agesogbu unu ofu ngba-aro na nkpulu-ubosi onenone:

makana ọge ighọ nkpulu fain amadi, owuwe nni amabia. 11 Marubenu, unu umu-nwayi nọ nwabu; ka esogbue unu, unu ndi ji ncekwube: yipunu, gbalunu aru afulu, fielunu akwa *uju* n'ume-unu. 12 Fa gapia n'ala-ga maka ọmalica ugbo-ga, na maka *osisi* fain nami nkpulu. 13 Ogwu na ọkilika gesonita n'ani ugbo ndi nkem; eye, n'enu unọ ngoli di n'obodo ngoli: 14 makana agagbabo nuku unọ; agagbanari obodo madu julu eju; Ofel na unọ ndi nce gabu ùgbò-ga ebe-ebe, ebe ngoli nke anyinya-ọfia-ga, ani ita nni nke ìgwè atulu; 15 genye mgbe erukwasili ayi mọ sitena enu, ọfia kwu nkiti abulu ani namasi nni, agunye ani namasi nni n'ugboko. 16 Mgbe afu ikpe gebi n'ọfia kwu nkiti, ezi omume anọdu n'ani namasi nni. 17 Ọlu ezi omume gabu ndokwa; ife si n'ezi omume aputa bu udo na ncekwube ebe-ebe. 18 Ndi nkem ganọ n'ebe ndokwa, na ebe obibi di-ga ncekwube, na ebe izulu-ike di-ga nwabu. 19 Ma ọganezo aku mili igwe, n'ọdida nke ugboko; agatọgbọdalu obodo afu n'ani nca nca. 20 Aṅuli dili unu ndi nagha nkpulu n'usọ mili nine, nke neziputa ukwu efi na anyinya-ibu.

33 1 Afufu gadili i ngi onye nakwali akwali, ma akwaliro nginwa; nke neme ife aghughọ, ma fa emerọ i ife aghughọ! Mgbe ikwalidebelu, agakwali i; mgbe imedebelu ife aghughọ, fa geme i ife aghughọ. 2 Ngi Jehofa, melu ayi ebele; ayi egego I: bulu aka-fa kwa ututu, nzọputa-ayi azi n'ọge nkpa. 3 Ndi *nine n'uwa* gbanabalu n'onu nkpọtu; mba gbasasia na nbuni Ibunitalu Onwei enu. 4 Agekpokọba ife unu akwali dika obubu si ekpokọba: fa gamakwasi n'enu ya ka igwulube si

ama. 5 Ebunitalu Jehofa enu ; makana Obi n'enu : Owelugo ikpe na ezi omume mejue Zaion. 6 Ife kwesili ncekwube gadi n'oge-i, nzoputa na amamife na ife omuma balu uba : egwu Jehofa bu àkù-Ya.

7 Ne, ndi-dinkpa-fa nakpo nkpu n'ilo : ndi-uko ndokwa nakwa ajo olu. 8 Uzo akwani-ga-lu akwani togbolu nkiti, onye ije kwusi : omebigo àgbà, onenigo obodo-ga, odaña nti madu. 9 Ani neru uru nata aru : ifele neme Lebanon, onajanwu azi ; Seron di ka ozala ; Besan na Kāmel zizipu *nkpa-akwukwo-fa.* 10 Kita ka Mgebini, ka Jehofa kwulu ; kita ka Mgewenita Onwem ; kita ka agebunitam enu. 11 Unu gadi ime igbogbo, unu gamuputa okpolo oka : iku-ume-unu bu oku nke galacapu unu. 12 Ndi *nine n'uwa* gelelisi me dika nzu : dika ogwu egbutulu egbutu, nke esulelu nime oku.

13 Unu ndi no n'ote-aka, nulunu ife Mmelu ; unu ndi no nso, malunu ikem. 14 Ndi njo no na Zaion natu egwu ; aru-ima-nni amabago ndi lulu alu. Onye n'etiti ayi ganonyelu oku nalacapu alacapu ? onye n'etiti ayi ganonyelu olile oku ebeebe ? 15 Onye nakpaghali n'ezi omume, nke nekwu okwu kwu oto ; onye naju elele nke nkpagbu, zizipu aka-ya n'ijide ife ngo, kwucie nti-ya ka oghalu inu *alo igbafu* obala, nyakwudo anya-ya n'inekwasi ajo ife anya ; 16 yanwa gebi n'enu : uno-enu-ya gabu ebe sili ike nke nkpuma : agenye *ya* nni-ya ; mili-ya-ga gekwesi ncekwube. 17 Anya-i genene eze na nmá-Ya : fa gafu ofu ani fosili iru nca n'ote-aka. 18 Obi-i gelo ilolo egwù afu : kedu onye afu nke gulu onu, kedu onye afu nke sìlì *ego utu ?* kedu onye afu nke gulu uno enu onu ? 19 Imafu ndi afu di egwù, ndi nasu asusu di omimi

idananu ; nke nasu nsu nke inaghọtarọ. 20 Nekwasi Zaion, obodo nzukọ-ayi-ga, anya : anya-i gafu Jerusalem ebe obibi di nwabu, ikwu nke amaneroruka eroruka, nke aneropunata nkpukpọ-ya ọkpu, nke anadọbepu udọ ọbuna di ya. 21 Ma n'ebe afu ka Jehofa ganọnyelu ayi n'ebube, ebe orimili na mili-iyi bosa-ga-lu ebosa di ; nke ugbọ amala ọbuna managa, nke nuku ugbọ ọbuna nagafe na ya. 22 Makana Jehofa bu onye-ikpe-ayi, Jehofa bu onye natọlu ayi ukpulu, Jehofa bu eze-ayi ; Yanwa gazọputa ayi. 23 Atọpugo udọ-i-ga ; fa apurọ izadosi ukwu akpu-fa ike, fa apurọ igbasa akwa ikuku : mgbe afu ka ekelu nkwali nke nuku ife anutalu n'agha ; ndi ngwulọ wecili ife fa kwata-ga-lu. 24 Onye bi n'ebe afu amasi, Anamaya ọya : agebupu ajọ omume ndi nọ nime ya.

34 1 Kpudebenu nso, unu mba, kā unu nulu ; ñanu nti, unu ndi *nine n'uwa :* ka uwa na uju di ya nulu ; ani nine, na ife nine si nime fa aputa. 2 Makana Jehofa newewusa mba nine iwe, jide ọnuma imedide usu *ndi agha* fa nine. Ọweputago fa n'usọ *imebi fa*, Ọralugo fa nye ka egbue. 3 Agetufu azi ndi-fa egbulu egbu, ajọ ísì nke ozu-fa garọgota enu, ageji azi ọbala-fa wegbaze ugwu-ga. 4 Usu nine nke enu-igwe ganagbaze, agafukọba enu-igwe-ga dika akwukwọ : usu-fa nine ganajanwu, dika nkpa-akwukwọ si ajanwu *ma egbukapu ya n'osisi* fain, di azi ka *nkpa-akwukwọ* nke janwulu ajanwu *egbukapulu* n'osisi fig. 5 Makana nmam alajugo ya afọ n'enu-igwe : ne, ọgagbadatakwasi Idom, na ndi Mweputalu n'usọ *imebi fa*, ka ewekpe fa. 6 Nmà Jehofa ejuputago n'ọbala, ewelugo abuba, na ọbala umu atulu na ewu-ga,

Digitized by Google

na abuba akulu-ga nke ẹbunu-ga, me ya ka ọma abuba: makana Jehofa nwelu àjà na Bọzra, na imelime ogbugbu n'ani Idom. 7 Atu geso fa gbadata, efi-ga geso oke efi-ga *gbadata ;* ani-fa ga-lafega ọbala ókè, ageji abuba me etum-fa ka ọma abuba. 8 Makana ọbu ubọsi ọbọ Jehofa, arọ nkwucigha n'esemokwu Zaion. 9 Agerughali mili iyi di-ga ya ka fa bulu pic, etum di ya abulu brimston, ani di ya gabu pic nele ele. 10 Amemenyu ya n'ucici ma-ọbu n'efifie; anwulu di ya gakwugo ebe-ebe: ọgatọgbọlu na nkiti sitena ndudugandu genye na ndudugandu; onye ọbuna amesi na ya wegafe ọkpu tọl'ọkpu. 11 Ma *nnunu* pelikan na ebinta genwe ya; okwukwu na ugolọma gebi nime ya: Ọgesetipu udọ itọgbọlu nkponcala kwasi ya, na nkpuma nke itọgbọlu nkiti. 12 Fa gakpọ ndi amalu afa-fa je n'ani-eze, ma onye ọbuna amanọ n'ebe afu; ndi-isi-ya nine gabu ife nkiti. 13 Ogwu gesonita azi na nuku unọ-ya-ga, agbala na ọkilika nime iga di-ga ya: ọgabu ebe obibi nkita ọfia, ogige nnunu ọstric-ga. 14 Anu ọfia na anu nebe uya gezukọli, nkpi ọfia gakpọkube ibe-ya; eye, Lilit gedina n'ebe afu, wefutalu onweya ebe izulu-ike. 15 N'ebe afu ka agwọ gakulu akwu-ya, yie *dkwá,* bua *umu,* kpokọba *fa* n'okpulu ndo-ya: eye, ebe afu ka agakpọkọba agunkwọ, oke na nwunye n'ofu n'ofu. 16 Cọputabanu n'akwukwọ Jehofa, ka unu guba: ọnwerọ ofu efu nime ndia mananọ ya, ọnwerọ ofu gafu na ibe ya anọrọ: makana ọnum, nke afu etigo iwu, na mọ-Ya, nke afu ekpokọgo fa. 17 Yanwa efegolu fa nza azi, aka-Ya ekegolu fa ya na ndili na ndili: fa genwe ya ebe-ebe, fa gebi nime ya sitena ndudugandu genyena ndudugandu.

Digitized by Google

35 1 Ọfia kwu nkiti na ani ọkpọ-nku gegoli ngoli; ọzala gegoli ngoli, ma ifulu dika ros. 2 Ọgama ifulu ri nne, welu ọbunadu ngoli na abu negoli; agenye ya otuto Lebanon, ọkaka Kāmel na Ṣeron: fanwa gafu otuto Jehofa, bu ọkaka Cuku-ayi.

3 Gbanu aka ike gwulu ume, menu ka nkpili-ukwu naru aru sie ike. 4 Sinu ndi obi ncekasi, Kwusienu ike, atunanu egwu: ne, Cuku-unu *geji* ọbọ, *bú* nkwucigha nke Cuku, webia; Yanwa gabia gazọputa unu. 5 Mgbe afu ka agagughe anya ndi isi, gughe nti ndi neci nti. 6 Mgbe afu ka onye gwọlu ngwulọ geji wunibe enu ka ene, ile onye ogbi gabu abu ngoli: makana n'ọfia kwu nkiti ka mili gawaputa, mili iyi *awaputa* n'ọzala. 7 Ani ọku gabulu ọdọ mili, ani ọkpọ-nku azi isi iyi: nime ebe obibi nkita ọfia, ebe fa dinalu, ka afifia na ami na papairọs gadi. 8 Uzọ akwanili akwani, na uzọ, gadi n'ebe afu, agakpọ ya Uzọ di nsọ: ndi lulu inyi amagafega ya; ma ọgadili ndi afu: ndi ije, eye, ndi nkafie, amejefie *nime ya.* 9 Agaba ọbuna amanọ n'ebe afu, nke anu ọbuna natagbuli atagbuli garọgo ya, amafu fa n'ebe afu; ma ndi àgbaputalu agbaputa gejeghali *n'ebe afu:* 10 ndi Jehofa agbaputalu agbaputa gecigha, welu abu ngoli webia na Zaion; añuli ebe-ebe gadi n'isi-fa: fa ganata ngoli na añuli, uru na ize-ume gagbanaba.

36 1 Oluzia n'arọ nke-ili-na-inọ nke eze Hezekaia, Senakerib eze Asiria rọgota imedide obodo nine edorubelu aja nke Juda, ọwelu fa. 2 Eze Asiria wezie Rabṣake ọcili nuku usu ndi agha si na Lekiṣ jeku eze Hezekaia na Jerusalem. Ọwekwulu n'uzọ mili nke ọdọ mili di u'ugwu n'uzọ ani ugbo onye neme ka akwa nwue ọca.

Digitized by Google

3 Elaiakim nwa Hilkaia, onye bu isi n'unọ, na Ṣebna bú ọde-akwukwọ, na Joa nwa Esaf onye nguko, weputakute ya. 4 Rabṣake wesi fa, Biko, sinu Hezekaia, Nọnwọ ka nuku eze, *bú* eze Asiria, kwulu, Kedu ncekwube di nwọ nke icekwubelu? 5 Asim, na izu-*i* na ike-*i* maka agha bu sọ okwu egbugbele-ọnu: kezi onye afu icekwubelu, iji nupu isi n'okpulum? 6 Ne, icekwubelu ọkpọsi nunwa bú ami-agu pialu apia, bú Ijipt; nke ọgabu madu dabebe, ọkpajinye ya nime aka, dua ya: ọbu nọfu ka Fero eze Ijipt si di n'ebe ndi nine cekwubelu ya nọ. 7 Ma ọbuluna isim, Ayi cekwubelu Jehofa Cuku-ayi: ọburọ Yanwa, bu Onye Hezekaia kpopulu ebe nke Ya di-ga enu na ebe-icu-aja-Ya-ga, ọgwago azi Juda na Jerusalem, Unu gesekpu n'iru ebe icu aja nka? 8 Nyabu, ayọm i, nye dinwenum eze Asiria ife ibe, na agamenye i nnu anyinya ise, ọbulu azi na igenwe ike n'akuku-i itinye ndi galikwasi n'enu fa. 9 Kezi ka igesi rughali iru ofu ọci-agha kasi ọbele na ndiodibo dinwenum, cekwube Ijipt maka ugbọ-aniga na ndi anyinya nebu? 10 Anamnewerukalu Jehofa n'usọ werọgota imedide ani a imebi ya? Jehofa sim, Rọgo imedide ani a, ka imebie ya. 11 Elaiakim na Ṣebna na Joa wesi Rabṣake, Ayọm i, gwaba ìrù-i n'onu Siria; makana ayinwa nanu ya: agwazina ayi n'onu ndi Ju, na nti ndi nọ n'enu aja. 12 Rabṣake wesi, Dinwenum zilim jeku dinwenu-i, na ngi, gekwue okwu ndia ka? oziọm jeku ndi nọ n'enu aja, ka unu na fa lie nsiunu, la nwa-mili-unu ka? 13 Rabṣake wekwulu ọtọ, kpọsie ike n'onu ndi'Ju, si, Nulunu okwu nuku eze, *bú* eze Asiria. 14 Nọnwọ ka eze kwulu, Ka [illegible]zekaia ghalu ilafu unu; makana ọmenwe ike

inaputa unu: 15 ka Hezekaia ghalu ime ka unu cekwube Jehofa, si, Jehofa agharọ inaputa ayi; amenye eze Asiria obodo a n'aka. 16 Anunanu onụ Hezekaia: makana nọnwọ ka eze Asiria kwulu, Menu ka mu na unu dokwa, ka unu putakutem; ebe onye anọna ka oneli nime fain-ya, ebe onye anọna n'osisi fig-ya, nalanu ebe onye anọna mili di n'ọmi-ya: 17 genye na mgbe mgeji bia kpọlu unu je n'ani dika ani nke unu, ani okili na manya *fain* di, ani acica na ugbo fain di. 18 Kpacalunu anya maka Hezekaia ewelu ulà lalu unu, si, Jehofa ganaputa ayi. Ọnwelu cuku ọbuna na cuku di-ga na mba-ga nke naputalụ ani-ya n'aka eze Asiria ka? 19 Kedu-ga cuku nke Hemat na nke Apad? kedu-ga cuku nke Sefafaim? fa naputalụ Sameria n'akam ka? 20 One ndi ka fa bu n'ẹtiti cuku nine nke ani afu-ga, bú ndi naputalu ani-fa n'akam, nke Jehofa geji naputa Jerusalem n'akam? 21 Fa wedebesia ọnu-fa du, fa azarọ ya ofu okwu efu: makana ife eze tili n'iwu bu, Azana ya ife ọbuna. 22 Elaiakim nwa Hilkaia, onye bu isi n'unọ, na Ṣebna *bú* ọde-akwukwọ, na Joa nwa Esaf *bú* onye ngukọ, dọwa afe-fa webiakutẹ Hezekaia, gagwa ya okwu Rabṣake.

37 1 Oluzia, ka eze Hezekaia nulu ya, ọdọwa afe-ya, cili akwa uju kpue onweya, weba n'unọ Jehofa. 2 Owezie Elaiakim, onye bu isi n'unọ, na Ṣebna *bú* ode-akwukwọ, na ndi-ikenya ndi ncu aja, fa cili akwa uju kpue onwefa, jeku Aisaia nwa Emoz *bú* onye amuma. 3 Fa wesi ya, Nọnwọ ka Hezekaia kwulu, Tata bu ubọsi afufu, na nba, na nkpọli: makana umu elucasia ọgo ọmumu, ike nmuputa adirọzi. 4 Ike na Jehofa Cuku-i ganu okwu-ga nke Rabṣake, onye eze

Asiria dinwenu-ya zili gakpọlia Cuku di ndu, na Ọgaba ọkwu Jehofa Cuku-i nugolu nba: nyabu bunie ekpelu-i maka ndi gbọputalunu afulu. 5 Ndi-odibo eze Hezekaia webiakute Aisaia. 6 Aisaia wesi fa, Nọnwọ ka unu gesi gwa dinwenu-unu, Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Atuna egwu okwu inugolu, nke ndi-odibo eze Asiria ji wekpọlim. 7 Ne, agametinye ofu mọ nime ya, ọganu ewu agha, ogecigha n'ani nke ya; agameme ka ọda na nmà n'ani nke ya.

8 Rabṣake wecigha, kwudo eze Asiria ka onebu Libna agha: makana ọnugoli na ọnirigo na Lekiṣ. 9 Ọwenu ka ekwulu maka Tahaka eze Itiopia, ṣi, Ọputalu ibuso i agha. Ka ọnulu ya, ọralu ndi-ukọ galu Hezekaia, si, 10 Nọnwọ ka unu gagwa Hezekaia eze Juda, si, Ka Cuku-i Onye nginwa cekwubelu ghalu ilafu i, si, Amenye Jerusalem n'aka eze Asiria. 11 Ne, nginwa anugo ife ndi-eze Asiria melu ani nine, sitena iweputa fa n'usọ *mebie fa:* aganaputa nginwa ka? 12 Cuku mbaga, ndi nnam-fà mebicasili, anaputago fa, Gozan, na Ḥeran, na Rezef, na umu Iden ndi bili na Telasa ka? 13 Kedu eze Hemat, na eze Apad, na eze obodo Sefafaim, nke Hina, na Ifa? 14 Hezekaia wenalu akwukwọ-ozi n'aka ndi-ukọ, gua ya: Hezekaia werọgo n'unọ Jehofa, gbasa ya n'iru Jehofa. 15 Hezekaia wekpelu Jehofa, si, 16 Ngi Jehofa nke usu *ndi agha,* Cuku nke Israel, Nke nọ n'etiti cerubim, Nginwa bu Cuku, ọbunadu sọsọ I, nke ani-eze nine di n'uwa; Nginwa kelu enu-igwe na uwa. 17 Ge nti, Jehofa, ka Inulu; sa anya-I, Jehofa, ka Ifu: nulu okwu nine nke Senakerib, nke zili gekwutọ Cuku di ndu. 18 N'ezi-okwu, Jehofa, ndi-eze Asiria emego ka

mba nine, na ani-fa, tọgbọlu nkiti, 19 tunye cuku-fa nime ọku: makana fanwa aburọ cuku, ma *fa bu* ọlu aka madu, osisi na nkpuma; fa wemebisia fa. 20 Nyabu, Jehofa Cuku-ayi, zọputa ayi n'aka-ya, ka ani-eze nine di n'uwa wemalu na Nginwa bu Jehofa, sọsọ I.

21 Aisaia nwa Emoz wezigalu Hezekaia ozi, si, Nọnwọ ka Jehofa Cuku nke Israel kwulu, Ebe ikpegolum ekpelu medide Senakerib eze Asiria, 22 nka bu okwu Jehofa kwugolu maka ya: Nwaagbọ anemeluro emelu bú ada Zaion enenigo i munye i ifele n'iru; ada Jerusalem efufegolu i isi. 23 Onye ka inekwutọ nakpali? onye ka ibunitelu onu-i wenita azi anya-i n'enu imedide? *ọbu* imedide Onye di Nsọ nke Israel. 24 Isigo n'aka ndi-odibo-i kwutọ Dinwenu-ayi, si, Munwa na ọtutu ugbọ-anim arọgotago n'enu ugwu-ga, n'ezigbo imelìmè Lebanon; agamegbutu sida soga-lu ogonogo di ya, na ezigbo osisi fia di-ga ya: agamaba azi jete n'ebe dikalisili enu, ugboko nke ani ugbo ọnwelu namasi nni. 25 Munwa egwuputago mili la ya, agameji ọbu-ukwum me ka orimili nine di n'Ijipt takọlọ. 26 Ikanunurọ etu Msi me ya gboli, dozie ya n'ọge gbo? kita emezugom ya, ka iwebulu ife ime obodo edorube-ga-lu aja itọgbọlu nkiti bulu azi obo iyi. 27 Nyabuna ndi bi fa nwelu sọ ọbele ike, emelu ka ume kupu fa ifele wemebe fa; fa di ka afifia di n'ọzala, dika nkpa-akwukwọ, dika afifia di n'enu unọ, na dika ugbo *ọka* tupu oso. 28 Ma amalum inọ-ani-i, na ipu-ilo-i, na ibata-n'unọ-i, na ikpani onwei imedidem. 29 Maka ifi ikpani onwei imedidem, na makana npako-i elugo ntim, agametinye azi ukpom n'imi-i, tinye ngam n'egbugbele-ọnu-i, dọcigha i azu n'uz-

isi bia. 30 Nka gabulu i ife arima : arọ nwa unu geli ife solu ndalamani, aka-nine unu gelikwasi ife dalu ndalamani ; n'arọ nke-itọ kubanu nkpulu, ghọbanu, gbubenu ugbo fain, libenu nkpulu-fa. 31 Ndi unọ Juda fọdulunu ndi gbapulu agbapu gagbadokwọ nkpọlọgwugwu ọzọ n'ani, miba nkpulu n'enu. 32 Makana ndi gbọputalunu gesi na Jerusalem puta, ndi gagbapu agbapu *gesi* n'ugwu Zaion *puta :* ekwolo Jehofa nke usu *ndi agha* galu nka. 33 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ maka eze Asiria, si, Ọmabata n'obodo a, nke ọnagba ofu ufele n'ebe afu, nke oneji ọta akpudebe ya, nke ọnatuba obo ife iji medide ya. 34 N'uzọ osi bia, n'ofu *uzọ* afu ka ọgesi na, ọmabata n'obodo a, ka Jehofa kwulu. 35 Makana agamazọ obodo a izọputa ya, maka ifi Onwem, na maka ifi odibom Defid.

36 Mọ-ozi nke Jehofa wepua, gbue oru ula-nnu ndikom na ula-nnu itọ na nnu nabọ na iruli n'ebe ndi Asiria nye-ga-lu ikwu : ka madu tetalu ula n'uzọ ututu, ne, fa nine bulusia ozu ozu. 37 Senakerib eze Asiria weniri, naba cigha, gebili na Ninefe. 38 Oluzia, ka yanwa nesekpulu n'unọ Nisrok bú cuku-ya, Adramelek na Ṣariza umundikom-ya welu nmà gbue ya : fanwa gbapu n'ani Ararat. Isa-hadon nwa-ya wecibe n'ọnọdu-ya.

38 1 N'ubọsi afu-ga Hezekaia naya ọya nke ọnwu. Aisaia nwa Emoz *bú* amuma webiakute ya, si ya, Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Dozie unọ-i ọfuma ; makana nginwa ganwu, imadi. 2 Hezekaia wedo iru-ya n'aja, kpelu Jehofa, 3 si, Jehofa, ceta kita, ayọm I, etu msi welu ezi-okwu na obi zulu oke nakpaghali n'iru I, me azi ife di nma n'anya-I. Hezekaia wekwa akwa agadaga.

4 Okwu Jehofa webiakute Aisaia, si, 5 Je, gasi Hezekaia, Nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Defid nna-i, kwulu, Anugom ekpelu-i, afugom anya-mili-i: ne, agametinye arọ ili na ise n'ubọsi-i. 6 Agama-naputa azi ngi na obodo a n'aka eze Asiria: aga-mazọ obodo a. 7 Nka gabulu i ife arima sitena aka Jehofa, na Jehofa geme ife nunwa Okwugolu: 8 ne, agameme ka onyinyo di n'ama-ukwu, nke so anya-anwu gbada n'ama-ukwu *eji esì anya-anwu* nke Ehaz, ka ocigha azu ama-ukwu ili. Anya-anwu wecigha azu ama-ukwu ili n'ama-ukwu *eji esì anya-anwu* nke ọgbadalu na ya.

9 Akwukwọ Hezekaia eze Juda delu, ka ọyaluli ọya, diri n'ọya-ya.

10 Munwa si, N'uwa efifie nke ubọsim-ga agameje n'ọnu-uzọ Ṣeol:
Anapulum arọm fọdulu afọdu.

11 Asim, Mmafu Ja, *ọbunadu* Ja n'ani ndi di ndu:
Mmesonwozi ndi bi n'uwa ne madu anya ọzọ.

12 Ewerukago ebe mbi, ekpopugolum ya dika ikwu onye nazu atulu:
Afukọbagom ndum dika ọkpa ákwà; Ogesi n'obe webepum:
Sitena efifie wegenye n'ucici ka Igeme ka ndum jedebe.

13 Elodidelum ilolo genye n'ututu; dika agaba, nọfu ka Ọnakpajisi ọkpukpum nine:
Sitena efifie wegenye n'ucici ka Igeme ka ndum jedebe.

14 Dika eneke *ma-ọbu* ugbana, nọfu ka mbclu uya;
Egolum ákwá ka nduli: ike gwulu anyam *n'ine anya* n'enu;

Digitized by Google

Jehofa, anakpagbum akpagbu, nọdulum na mbe.
15 Gini ka mgekwu? Ọgwagom okwu, Ya n'onweya me azi ya:
Agamaga arọm nine nwayọ maka ifi inu nke nkpulu-obim.
16 Dinwenum, madu nadi ndu sitena *ife* ndia,
Nime fa ka ndu mọ nkem dicasi nca:
Nyabu mem ka mdiri, mem ka mdi ndu.
17 Ne, ife mji nwe nuku ife inu bu ka mwenata ndokwa:
Ma ka Nginwa si fu ka nkpulu-obim n'anya na Idọputalu ya n'onunu nbibi.
Makana Itunyego njọm nine n'azu-I.
18 Makana Ṣeol adekene I, ọnwu adeto I:
Ndi gbadalu n'onunu adatụ anya ezi-okwu-I.
19 Onye di ndu, onye di ndu, yanwa gekene I, etu munwa *si eme* tata:
Nna geme ka umu-aka malu ezi-okwu-I.
20 Jehofa *akwadebego* izọputam:
Nyabu na ayi gabulu ubọ-akwala-ga abum
N'unọ Jehofa ubọsi nine nke ndu-ayi.

21 Aisaia wesi, Ka fa welu abadaba fig-ga, tukwasi ya n'ife ofifi afu, ọgadiri. 22 Hezekaia ekwugo azi, si, Gini gabu ife arima na agamarọgo n'unọ Jehofa?

39 1 N'ọge afu Merodak-baladan nwa Baladan, eze Babilon, zigalu Hezekaia akwukwọ ozi na ife onyinye: makana ọnulu na ọnali aya ọya, ma ọdirigo. 2 Hezekaia weṅualu fa, ogosi fa unọ ife-oke-ọnu-ya-ga, ọna-ọca, na ọna-edo, na ife ịsi usọ, na ude oke-ọnu, na unọ ife-agha-ya nine, na ife nine afulu n'àkù-ya: ọnwerọ ife ọbuna di be-ya, ma-ọbu n'ani-ya nine, nke Hezekaia negosirọ fa.

3 Amúma Aisaia webiakute eze Hezekaia, si ya, Gini ka ndia kwulu? ebe ka fa si biakute i? Hezekaia wesi, Fa si n'ani telu aka, *bú* Babilon, biakutem. 4 Owesi, Gini ka fa fulu na be-i? Hezekaia wesi, Ife nine di na bem ka fa fulu: onwero ife obuna di n'àkùm mnegosiro fa. 5 Aisaia wesi Hezekaia, Nulu okwu Jehofa nke usu *ndi agha.* 6 Ne, ubosi nabia, nke ife nine di na be-i, na nke nna-i-fà kpakobalu wepu tata, agebulu fa weje na Babilon: ofu ife efu amafodu, ka Jehofa kwulu. 7 Umu-i onwo, ndi igamuta, ka fa gekpolu; fa gabu ndi-onozi na be eze Babilon. 8 Hezekaia wesi Aisaia, Okwu Jehofa nke ikwulu di nma. Osikwasi, Makana ndokwa na ezi-okwu gadi n'ubosim-ga.

40 1 Tasibenu, Tasibenu ndi nkem obi, ka Cuku-unu kwulu. 2 Gwanu obi Jerusalem okwu, kponu ya oku, na oge ibu-agha-ya ezugo, na agbaghalugo ajo omume-ya; na onalugo nmaji maka njo-ya n'aka Jehofa.

3 Onu ofu onye nakpo nkpu, Dozienu uzo Jehofa nime ofia kwu nkiti, kwubalunu Cuku-ayi uzo akwanili akwani oto n'ebe madu nebiro. 4 Agekpogonita mgbulugudu obuna, ageme azi ka ugwu na ngongo nine di ani: ageme ebe di ngiligo ka okwulu ekelesu, ebe di-ga nkpogonkpo ka ageme ka fa tela: 5 agekpughe otuto Jehofa, madu nine gafuko ya onu: makana onu Jehofa ekwugo. 6 Onu ofu onye nasi, Kpoba nkpu. Ofu onye wesi, Gini ka mganakpo nkpu? Madu nine bu afifia, nmá nine di ya di ka ototo ozala: 7 afifia nakponwu akponwu, ototo osisi najanwu ajanwu; makana ume nke Jehofa nekukwasi ya:

Digitized by Google

n'ezi-okwu ndi afu bu afifia. 8 Afifia nakpọnwu akpọnwu, ototo osisi najanwu ajanwu: ma okwu Cuku-ayi gakwudide ebe-ebe.

9 Ngi (nwayi) onye nezi Zaion ozi ọma, rọgo n'enu ugwu di enu; ngi (nwayi) onye nezi Jerusalem ozi ọma, welu ike wenie onu-i enu: wenie ya enu, atuna egwu; gwa obodo Juda-ga, Ne, Cuku-unu! 10 Ne, Dinwenu-ayi Jehofa gabia dika dike, aka-Ya gacili Ya: ne, ugwọ-Ya di n'aka-Ya, ife-ine-ọlu-Ya di n'iru Ya. 11 Ọgazu ìgwè-atulu-Ya dika onye nazu atulu, Ọgacikọba umu atulu n'ạka-Ya, kulu fa n'obi-Ya, welu nwayọ nedu ndi nenye ala.

12 Onye jinu ọbu-aka-ya wesì mili *nine*, welu ama-aka sìputa enu-igwe, nado etum nke uwa nime ife ìmà, sìe ugwu-ga n'ife òsìsì, *sìe* ngongoga ǹa nsi-ama? 13 Onye kpazili mọ nke Jehofa, ma-ọbu ebe ọbu onye-alo-Ya melu ka Ọmalu ife? 14 Ya na onye nara alo, onye melu Ya ka Ọghọta, kuzielu Ya n'ọkpu-uzọ ikpe, kuzielu Ya ife ọmuma, me ka Ọmalu uzọ nghọta? 15 Ne, mba di-ga ka ofu ntu mili natupu n'ife eji ese mili, agunye fa n'ofu nta-aja na nsi-ama: ne, Ọwenili ọba-n'ani orimili nnu dika ife pelu ajọ npe. 16 Lebanon ezurọ isule ọku, nke anu ọfia di ya nezu iji cu aja nsule. 17 Mba nine di ka ife nkiti n'iru Ya; agunyelu fa n'ife naburọ ife n'anya-Ya, na ife tọgbọlu ikponcala. 18 Onyẹ-zi ka unu gasi na Cuku yili ya? ma-ọbu kedu ife oyiyi unu ganeji tunyelu Ya? 19 Alusi apili api, onye ọlu gbazelu *ya*, uzu ọna-edo rue ya ọna-edo, kpua*lu ya* iyagba ọna-ọca. 20 Onye dalu ọgbenye nke manenwe ike inye ife nru *di nọnwọ* narọta osisi manele ule; ọnacọlu onweya onye ǹkà

idozi alusi apili api, nke amanenuruka enuruka. 21 Unu amaṛọli ka? unu anuṛọli ka? egosiṛọli unu sitena isi-nbido ka? unu aghọtaṛọli sitena ntọ-ani nke uwa ka? 22 Onye nọkwasi n'ukpo n'enu-igwe, ndi bi n'uwa di ka ọkwọkwọlọ; Nke setipulu enu-igwe dika ọmalica ákwà di nfe, gbasa fa dika ikwu ibi ebi: 23 Nke wetalu ndi amalu afa-fa n'ife nkiti; Ọmelu ndi ikpe nke uwa ka fa tọgbọlu ikponcala. 24 Eye, akakuṛọ fa; eye, akagharọ fa; eye, okpolo-fa agbadoṛọ nkpọlọgwu-gwu n'ani: Owenekukwasi fa, fa najanwu, oke ifufe nefepu fa dika okpolo ọka. 25 Onyezi ka unu gasi na eyilim, nke Mu na ya gara nranya? ka Onye di Nsọ kwulu. 26 Wenienu anya-unu enu, ka unu fu Onye kelu ndia, nakpọputa usu-fa n'ọnu-ọgu: Ọnakpọ fa nine n'afa; sitena idi-nuku nke ike-Ya, na makana Ọdi ike n'ume, ofu efu afọduṛọ.

27 Ngi Jekob, gini melu iji asi, na ngi Israel, gini melu iji ekwu, si, Uzọm zolu nzuzo n'anya Jehofa, ikpem agafego n'ebe Cukum nọ? 28 Imaṛọli ka? inuṛọli ka? Cuku Nke di ebe-ebe, Jehofa, Onye okike nke ebe *nine* uwa jedebelu, ufu adekpu Ya, nke ike nagwu Ya; ọnweṛọ nnyoca agenyoca nghọta-Ya. 29 Ọnagba ndi ufu kpulu ume; Ọneme ka onye nenweṛọ ike siwanye ike. 30 Ọbunadu ndi puna ọfu ufu gekpu fa ike gagwu azi fa, umu-ikoloọbia gasọlu ngọngọ da: ma ndi nege Jehofa genwoghali ume-fa; fa geji nku fego enu dika ugo; fa gagba ọsọ, ike amagwu fa; fa geje ije, ufu amekpu fa.

41 1 Unu ọba-n'ani orimili nnu, delunu du n'irum; ka ndi *nine n'uwa* nwoghalia ume-fa: ka fa kpudebe nso; mgbe afu ka fa kwue okwu: ka ayi kpudebekọnu ọnu n'ikpe. 2 OnyGoogle

si n'iru anya-anwu wenita ofu onye, onye Ọkpọlu n'ukwu-Ya n'ezi omume? Ọnyelu mba-ga n'iru ya, me ya ka ọzọkwasi ndi-eze ukwu; Ọwelu fa nye nmà-ya ka etum, *welu azi fa nye* ụta-ya dika okpolo ọka efepulu efepu. 3 Ọnacu fa, gafega na ndokwa; *ọbunadu* n'uzọ nke onejirọli ukwu-ya wega. 4 Onye lulu ọlu me ya, nakpọ ndudugandu sitena isi-nbido? Munwa Jehofa, *bú* izizi, nọnye-azi-li ndi ikpe-azu, Munwa bu onye afu. 5 Ọba-n'ani orimili nnu fu-ga-lu, tuba egwu; ebe uwa jedebelu marubebe: fa kpudebe nso, webia. 6 Ebe onye anọna ọnyelu ibe-ya aka; *ebe onye anọna* ọsi nwa-nne-ya, Di ike. 7 Ọnwene weme ka uzu ọna-edo di ike, onye ji otutu akwọmi akwọini *me ka* onye netugbanye osiama *di ike*, nekwu maka nruci, Ọdi nma: oji ntu wekpọdosi ya ike, ka ọghalu imeghali emeghali.

8 Ma nginwa, Israel, odibom, Jekob onye Mrọtalu, nkpulu Abraham onye Mfulu n'anya; 9 ngi onye Mjidegolu aka sitena ebe uwa jedebelu, si na nkuku di-ga ya kpọ i, si i, Nginwa bu odibom, arọlugom i ajurọm i aju; 10 atuna egwu, makana Munwa nọnyelu i: enerubena anya okilikili i, makana Munwa bu Cuku-i: agameme i ka idi ike; eye agamenyelu i aka; eye, agameji aka-nni nke ezi omumem wekwanita i. 11 Ne, ifele geme ndi nine iwe-fa nwulu ọku n'aru i agemenye fa ifele n'iru: ndi nanuso i ọgu gadi ka ife nkiti, gana azi n'iyi. 12 Igacọ fa, ma imafu fa, *bú* ndi nagbaso i ngba: ndi nebuso i agha gadi ka ife nkiti, di azi ka ife neloro elo. 13 Makana Munwa Jehofa Cuku-i gejide aka-nni-i, nasi i, Atuna egwu; Munwa genyelu i aka. 14 Atuna egwu, ngi idide *bú* Jekob, na unu ndikom Israel;

Munwa genyelu i aka ka Jehofa kwulu, onye-ngbaputa-i bu azi Onye di Nsọ nke Israel. 15 Ne, agamemebelu i ife eji esuca ọka ọfu di nkọ nwelu ezé: igesuca ugwu, sulie fa esulie, igeme ngongo ka fa di ka igbogbo. 16 Igafuca fa, ikuku gekupu fa, oke ifufe gefesasi fa: nginwa gegoli na Jehofa, iganya isi n'Onye di Nsọ nke Israel. 17 Ndi ebudalu ebuda na ndi ọgbenye nacọ-mili ma ọdirọ nca, ile-fa kpọsia nku n'agu mili; Munwa Jehofa gaza fa, Mu Cuku nke Israel amarapu fa. 18 Agamakwaghe orimili-ga na ngongo tọgbọlu nkiti, *kwaghe* isi-iyi-ga n'etiti mgbulugudu-ga: agameme ọfia kwu nkiti ọdọ mili, me ani ọkpọnku isi-iyi-ga. 19 Agamaku sida, na osisi akesia, na matel, na osisi manu, n'ọfia kwu nkiti; agamamakọ osisi fia, na pain, na osisi saipres ọnu n'ọzala: 20 ka fa wefu, malu, cigha obi-fa na ya, ghọta n'ofu, na aka Jehofa melu nka, na Onye di Nsọ nke Israel kelu ya.

21 Wedebenu okwu-ikpe-unu, ka Jehofa kwulu; weputanu ife unu dabebelu, ka Eze nke Jekob kwulu. 22 Ka fa weputa fa n'ifè, gosi ayi ife gemenu: gosinu ife gbo, ife fa bu, ka ayi wecigha obi-ayi na fa, malu isi-njedebe-fa; ma-ọbu menu ka ayi nulu ife gabia-ga-nu: 23 Gosinu ife geme n'ọdi-n'iru, ka ayi wemalu na ununwa bu cukuga; eye, mebenu ezi ife, ma-ọbu mebenu ajọ ife, ka ayi wenenelita onweayi anya okilikili, nene *ya* n'ofu. 24 Ne, ununwa bu nke ife nkiti, ọlu-unu bulu azi nke ife nabarọ n'ife: onye rọlu unu bu ife alu.

25 Ewenitagom *ofu onye* n'Ugwu, ọbiago; *si azi* n'ọwuwa anya-anwu *wenita* ofu onye nke nakpọku afam: ọgadakwasi ndi-isi dika *ọdakwasili* ulọ, di azi ka ọkpu-ite nazọ aja. 26 Onye gosili ya sitena

isi-nbido, ka ayi wemalu? na gboli, ka ayi wesi, *Obu* onye ezi omume? eye, odiro onye obuna gosili *ya*, eye, odiro onye obuna melu ka anu, eye, odiro onye obuna nulu okwu-unu. 27 Munwa gebu uzo *gasi* Zaion, Ne, ne fa; agamenye Jerusalem onye ozi oma. 28 Ka Mnelu anya, onwero ofu onye efu; onye alo obuna anoro obunadu n'etiti fa, nke gaza aziza, mgbe Mjulu fa ajuju. 29 Ne, fa nine, olu-fa bu ife neloro elo nabaro n'ife: alusi-fa akpuga-lu akpu bu ikuku na ife togbolu ikponcala.

42 1 Ne, odibom, nke Mkwanitalu; onye nkem Mrotalu, onye ife-ya naso nkpulu-obim uso: etinyegom mo nkem n'aru-ya; ogeweputalu mba-ga ikpe. 2 Omakpo nkpu, nke onewenita onuya enu, nke oneme ka anu onu-ya n'ilo. 3 Omakpaji ami-agu pialu apia, omemenyu owu oku-ukpe nke nenwu inyege inyege: ogeweputa ikpe n'ezi-okwu. 4 Odibom afu amenwu inyege inyege nke obi-ya nemebi, genye mgbe odolu ikpe n'uwa; oba-n'ani orimili nnu-ga gatu anya iwu-ya. 5 Nonwo ka Cuku bú Jehofa kwulu, Onye kelu enu-igwe, setipusia fa; Onye gbasalu ani n'ebe nine na ife nke si nime ya puta; Onye nenye ndi no n'enu ya ume, *nenye* ndi nejeghali nime ya mo: 6 Munwa Jehofa akpogo i n'ezi omume, agamejide azi aka-i, cebe i, nye i ka ibulu agba ndi *nkem*, ka ibulu azi ife nke mba-ga; 7 isaghe anya kpulu isi, isi n'uno-nga weputa ndi uno-nga, *weputa* azi ndi no n'ocici n'uno nji. 8 Munwa bu Jehofa; nke afu bu afam: Mmenye onye ozo nsopulu nkem, nke Mnenye alusi api-ga-lu api otuto nkem. 9 Ne, ife mbu abiago, ife ofu ka Munwa negosi azi: anameme ka unu nu fa tupu fa epue.

10 Bunyenu Jehofa abu ofu, otuto-Ya azi sitena

ebe uwa jedebelu; unu ndi nagbada n'orimili nnu, na ife julu nime ya, ọba-n'ani-*ya*-ga, na ndi bi fa. 11 Ka ọfia kwu nkiti na obodo di-ga ya wenie *onu-fa*, ogbe nke Kida bi; ka ndi bi na Sila buba abù ngoli, ka fa si n'enu ugwu-ga kpọba nkpu. 12 Ka fa nyebe Jehofa nsọpulu, gosi otuto-Ya n'ọba-n'ani orimili nnu-ga. 13 Jehofa gapu dika dike; Ọgakpani ekwolo dika onye agha: Ọgakpọ nkpu agha, eye, Ọgakpọsi nkpu ike; Ọgemeso ndi-ilo-Ya n'uzọ sili ike. 14 Ogudu gbo gboli edebelum ọnum du; anọmli du, bìdo onwem: *kita ka* Mgakwa akwá dika nwayi ime neme; agamneku ike ume ekupum n'ofu nje. 15 Agamemebi ugwu na ngongo-ga, me ka nkpa-akwukwọ-fa nine kpọ nku; agameme orimili-ga ka fa bulu agwe-etiti-ga, me ka ọdọ mili-ga takọlọsia. 16 Agameme ka ndi ìsì naga n'uzọ fa namarọ; m'ọkpu-uzọ fa namarọ ka Mgedu fa: agameme ka ọcici bulu ife n'iru fa, me ebe gbagọ-ga-lu agbagọ ka fa kwulu ọtọ. Ife ndia ka Mgeme, Mmarapu fa. 17 Agameme ka fa cigha azu, ifele geme fa agadaga, bú ndi cekwubelu alusi apili api, nasi alusi akpulu akpu, Ununwa bu cuku-ayi.

18 Nulunu, unu ndi neci nti; nenu anya, unu ndi ìsì, ka unu wefu uzọ. 19 Onye kpulu isi, belu sọ odibom? ma-ọbu neci nti, dika ukọm Mzili? onye kpulu isi dika onye *Mu na ya* di na ndokwa, kpue isi dika odibo Jehofa? 20 Inafu imelime ife, ma idariba ama; nti-ya ghe-ga-lu ọghe, ma ọdanu ife. 21 Ọsọlu Jehofa, maka ifi ezi omume-Ya, ime ka iwu di nuku, me azi ka ọmakalisia nma. 22 Ma nka bu ndi aneme npum nakwali akwali; fa nine malu ọnya n'onunu, ezobelu fa nime unọ nji: fa bu ife npum, ọnwerọ onye naputalu fa;

fa bu ife nkwali, ǫnweroǫ onye si, Nyecigha. 23 Kedu onye di n'etiti unu gege nti na nka? gaṅa nti nulu maka ǫge gabianu? 24 Onye welu Jekob nye ka ǫbulu ife nkwali, welu Israel nye ndi npum? ǫburǫ Jehofa ka? *bú* Onye ayi medidelu njǫ, Onye fa nekweroǫ eje n'uzǫ-Ya, nke fa nanu iwu-Ya. 25 Owerukwasi ya ǫnuma nke iwe-Ya, na ike nke agha; nke afu wesurube ya ǫku okilikili, ma ǫmaroǫ; ǫwele ya, ma ǫcigharǫ obi-ya na ya.

43 1 Ma kita nǫnwǫ ka Jehofa Nke kelu i, ngi Jekob, Onye kpulu i, ngi Israel, kwulu: Atuna egwu, makana agbaputagom i; akpǫgom i n'afa-i, nginwa bu nkem. 2 Mgbe igagafe na mili-ga, Munwa ganǫnyelu i; na orimili-ga, fa amelikpu i: mgbe ineje n'ǫku, amaru i ǫku; nke ilele ǫku nenwukwasi i. 3 Makana Munwa bu Jehofa Cuku-i, Onye di nsǫ nke Israel, onye-nzǫputa-i; enyegom Ijipt ka ǫbulu ife iji gbaputa i, nye Itiopia na Siba ka fa nǫcie anya i. 4 Ebe idi oke ǫnu n'anyam, di *azi* otuto, Munwa fu azi i n'anya; nya ka Mgeji nye madu maka i, nye azi ndi *di n'ice n'ice* maka ndu-i. 5 Atuna egwu; makana Munwa nǫnyelu i: agamesi n'iru-anya anwu weta nkpulu-i, si n'ǫdida-anya-anwu kpǫkǫba i; 6 agamasi Ugwu, Ralu nye; si azi adagbe, Azǫdokwana; si n'ǫte-aka kpǫta umum ndikom, si azi n'ebe uwa jedebelu kpǫta umum umunwayi; 7 onye ǫbuna akpǫlu n'afam, na onye Mkelu maka otutom; akpugom ya; eye, emegom ya. 8 Kpǫputa ndi kpulu isi nwelu anya, na ndi neci nti nwelu nti. 9 Ka akpǫkǫba mba nine ǫnu, ka ekpokǫba ndi *nine n'uwa:* onye nime fa gegosi nka, me ka ayi nu ife mbu-ga?

ka fa kpọta ndi-ama-fa, ka ewegunye fa na ndi ezi omume: ka fa wenu azi, wesi, Ezi-okwu. 10 Ununwa bu ndi-amam, ka Jehofa kwulu, na odibom nke Mrọtalu: ka unu wemalu wekwelum, weghọta na Munwa bu Ya; akpurọli Cuku ọbuna tupu Munwa, nke ọnadi nke gesom n'azu. 11 Munwa, Munwa, bu Jehofa; ọnwerọ onye nzọputa ọbuna belu sọm. 12 Munwa egosigo, azọputagom azi, emegom ka anulu, *alusi* ani madu adirọ n'etiti unu: nyabu na ununwa bu ndi amam, ka Jehofa kwulu, Munwa bu azi Cuku. 13 Eye, site tata wegabazia Munwa bu Ya; ọnwerọ onye ganaputa n'akam: agamalu ọlu, onye gerughali ya?

14 Nọnwọ ka Jehofa, onye-ngbaputa-unu, Onye di Nsọ nke Israel, kwulu: Ezigagom ozi na Babilon maka ifi unu, agamakpọdata azi fa nine dika ndi ọsọ, ọbunadu ndi Kaldea, nime ugbọ-ga nke ngoli-fa. 15 Munwa bu Jehofa, Onye di Nsọ nke unu, Onye okike nke Israel, Eze-unu. 16 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Onye kwalu uzọ n'orimili nnu, *kwa* ọkpu-uzọ n'oke mili-ga; 17 Onye weputalu ugbọ-ani na anyinya, *weputa* usu ndi agha na ike; fa dinakọlu ọnu, fa amebini; emenyulu fa emenyu, eme ka fa nyuru ka owu ọku-ukpe: 18 Unu ecetakwana ife mbu-ga, nke unu nacighali ife gbo-ga. 19 Ne, agameme ife ọfu; kita ka ogepu; unu amama ya ka? Eye, agamakwa uzọ n'ọfia kwu nkiti, *me* orimili-ga n'ani kponcala. 20 Anu ọfia gasọpulum, nkita ọfia-ga na ostric-ga: makana anamenye mili-ga n'ọfia kwu nkiti, na orimili-ga n'ani kponcala, inye ndi nkem, bú ndi Mrọtalu, mili ọlila: 21 ndi Mkpulu maka onwem, fa gakọ otutom. 22 Ma ikpọkurọm, ngi Jekob; ma ikem agwugo i, ngi Israel. 23 Iwetarọlum umu atulu

nke àjà nsule-i-ga; nke ineji àjà-i-ga wesọpulum. Emerọm i ka iwelu àjà nni wenefe nru, nke Mneji frankinsens eme ka ike gwu i. 24 Ijirọ ego wegotalum kalamọs nke nasọ usọ, nke ineji abuba nke àjà-i-ga wemejum afọ: ma iwelugo njọ-i-ga me ka Mnefe nru, iji ajọ omume-i-ga weme ka ike gwum. 25 Munwa, Munwa, bù Onye nke ficapulu njefie-i-ga maka ifim; Mmeceta njọ-i-ga. 26 Cetalum; ka ayi kpekọ ikpe: nginwa kwue *ọnu-i*, ka ewegunye i n'onye ezi omume. 27 Nna-i izizi melu njọ, ndi-inaputa-okwu-i jefielu medidem. 28 Nyabu na agamemetọ ndi-isi nke ebe nsọ, agameweputa Jekob n'usọ *imebi ya*, me Israel ka ọbulu

44 okwu alu. 1 Ma nulu ka-ọdinwọ, ngi Jekob odibom; na Israel, onye Mrọtalu: 2 nọnwọ ka Jehofa Nke kelu i, kpua i sitena afọ, Onye genyelu i aka, kwulu: Ngi Jekob odibom, atuna egwu; na ngi, Jẹsurun, onye Mrọtalu. 3 Makana agamerukwasi mili n'isi onye agu mili nagu, *ruwusa* azi mili-iyi n'ani ọkpọ-nku: agamerukwasi mọ nkem n'isi nkpulu-i, *rukwasi* ngọzim n'isi umu-i: 4 fa gepu n'etiti afifia, dika *osisi* wilo-ga na nso uzọ mili iyi. 5 Ofu onye gasi, Munwa bu nke Jehofa; onye ọzọ gakpọ *onweya* n'afa Jekob; onye ọzọ geji aka-ya de na ya bu nke Jehofa, gagulu Israel nye n'afa-ya.

6 Nọnwọ ka Jehofa, Eze Israel, na onye-ngbaputa-ya bu Jehofa nke usu *ndi agha*, kwulu: Munwa bu izizi, Munwa bu azi ikpe-azu; Cuku ọbuna adirọ belu sọm. 7 Onye gakpọ, dikam, gosi ya, dolum ya n'usolo n'usolo, ọgudu Mji ka ndi gbo? ka fa gosi azi ife gadinu, na nke gabianu. 8 Atunanu egwu, aru amana unu nni: emerọmli ka inu gbo, egosirọm *ya* ka? ununwa azi bu ndi-amam. Cuku di belu sọm ka? eye, Nkpuma

ọbuna adirọ; amarọm ofu efu. 9 Ndi nine pili alusi tọgbọlu kponcala; ife-usọ-fa-ga amaba elele: ndi-ama aka fa adafu uzọ, nke fa nama ife: ka ifele weme fa. 10 Onye kpulu cuku, ma-ọbu rue alusi apili api nke nabarọ elele ọbuna? 11 Ne, ifele geme ndi nine sonyelu ya; ndi ṅkà azi, fanwa bu nke madu: ka akpọkọba fa nine ọnu, ka fa kwulu ọtọ; fa gatu egwu, ifele geme fa n'ofu. 12 Uzu *nakpu* ife ọlu, nalu ọlu nime iceku-ga, welu otutu-ga nakpu ya, welu ọgwe-aka ike ya nalu ya: eye, agu nagu ya, ike agwu ya; ọdala mili, ufu ekpue ya. 13 Ọnwene setipulu udọ; ọwelu pensil ka ya; oji nkpu akpuca ya, oji azi kọmpas naka ya, pia ya dika udi madu, etu nmá madu si di, ibi n'unọ. 14 Ogbutulu onweya *osisi* sida-ga, welu osisi hom na oak, melu onweya ofu n'etiti osisi diga n'ugboko ka osie ike: ozolu osisi fia, mili ozizo zunita ya. 15 Ọwebulu madu ife isule esule; ọwelu ọnwọ nime ya azi, ganyaba ọku; eye, ofunwue ya, sie acica: eye, ọpili cuku, sekpubelu ya; ọmelu ya alusi apili api, kpọbalu ya isi ani. 16 Osulelu ọnwọ nime ya n'ọku; welu ọnwọ nime ya neli anu; orulu ya aru, afọ ju ya: eye, ọnanya ọku, nasi, Ehe, aru nekpom ọku, afugom ọku: 17 nke gbọputalu ka oji pi cuku, *ọbunadu* alusi-ya apili api: ọdalu n'ani n'iru ya nesekpulu, nekpelu ya, nasi, Naputam; makana nginwa bu cukum. 18 Fa amarọ, nke fa naghọta: makana okpucitagọ anya-fa, fa nejirọ afu uzọ; mecita obi-fa, fa nadeji amuta. 19 Ọnwerọ onye nelota, nke ife ọmuma nadi nke nghọta nadi isi, Esulegom ọnwọ nime ya n'ọku; eye, esigo-azim acica n'enu opoto-ọku di ya; arugom anu lie ya: agameme nke gbọputalu agbọputa ife alu ka? agamadalu ọgwe osisi n'ar

ka? 20 Oji ntu azu onweya: obi alafulu alafu ewerukago ya, onejiro naputa nkpulu-obi-ya, nke onasi, Asi adirofu n'aka-nnim ka?

21 Ngi Jekob, ceta ife ndia; ngi Israel azi, makana nginwa bu odibom: akpugom i; nginwa bu odibom: ngi Israel, Mmecezonata i. 22 Eficapugom njefie-i-ga, ka oke ulukpu, ficapu azi njo-i-ga, ka igwe oji: cighakutem; makana agbaputagom i. 23 Bubanu abu ngoli, unu enu-igwe, makana Jehofa emego ya; kpobanu nkpu, unu akuku uwa di ogbu; tiwabanu n'abu ngoli, unu ugwu, ngi ugboko, na osisi nine di nime ya: makana Jehofa agbaputago Jekob, Ogewetalu Onweya otuto n'Israel.

24 Nonwo ka Jehofa, Onye-ngbaputa-i, na Onye kpulu i sitena afo *nne-i*, kwulu: Munwa bu Jehofa, Onye neme ife nine; Onye soso Ya setipulu enu-igwe; Onye gbasalu uwa n'ebe nine; onye nonyelum? 25 Onye tililife arima nke ndi así, me ndi nafu ndi-mo ka fa puba ala; Onye cucighalu ndi amamife azu, me ka ife-omuma-fa bulu nsokwu: 26 Onye melu ka okwu odibo-Ya sie ike, nemezu alo ndi-uko-Ya; Onye nekwu maka Jerusalem, si, Agebi ya; na maka obodo Judaga, Agalu fa, agamedoni azi nkponkpo ebe di-ga ya: 27 Onye nagwa ebe di ogbu, Takolo, agameme ka orimili-i-ga tacasia: 28 Onye nekwu maka Sairos, *Obu* onye nazu atulu nkem, ogemezu ife nine nasom: Onekwu azi maka Jerusalem, Agalu ya; Nke nagwa uno nso, Agato nto-ani-i.

45 1 Nonwo ka Jehofa gwalu onye Orusalu ude, bú Sairos, onye Mjidegolu aka-nni-ya, ka Mwezotue mba-ga n'iru ya, agamatopu *ife ifiedo* ume nke ndi-eze azi; imeghepu uzo n'iru ya, amemeci onu-uzo-ilo; 2 Munwa gagabulu n'iru i,

tela ebe di-ga nkpogonkpo: agametiwa aku onu-uzo ona-ga, be nga igwe-ga: 3 agamenye i àkù ocici, na ife akpakobalu n'ebe nzuzo, ka iwemalu na Munwa bu Jehofa, Cuku nke Israel, Nke nakpo i n'afa-i. 4 Maka ifi Jekob odibom, na Israel onye Mrotalu, akpogom i n'afa-i: agugom i afa, obu ezie na imaromli. 5 Munwa bu Jehofa, onye ozo adiro; Cuku obuna adiro belu som: agamefi-ebe i ákwà n'ume, obu ezie na imaromli: 6 ka fa wemalu sitena owuwa anya-anwu, na odiro onye obuna belu som: Munwa bu Jehofa, onye ozo adiro. 7 Anamakpu ìfè, ke ocici; anameme ndo-kwa, ke ajo ife; Munwa bu Jehofa, Nke neme ife nine ndia.

8 Unu enu-igwe, sinu n'enu natusisi *ezi omume*, ka igwe nezo ezi omume: ka ani gughe, ka fa wemasiba nzoputa, ka ome ezi omume ka opuko onu; Munwa Jehofa ekego ya.

9 Afufu gadili onye neso Onye kpulu ya alu uka! ibeleju n'etiti ibeleju nke ani! Ulo gasi onye nakpu ya, Gini ka inalu? ma-obu olu-i *gasi*, Onwero aka? 10 Afufu gadili onye nasi nna-*ya*, Gini ka inamuta? ma-obu *si* nwayi, Kedu ife ime ya neme i? 11 Nonwo ka Jehofa, Onye di Nso nke Israel, na Onye kpulu ya, kwulu: Juanum maka ife nke gabia-ga-nu; tielunum iwu maka umum, na maka olu akam-ga. 12 Munwa emego uwa, ke madu *bi* n'enu ya: Munwa, *obunadu* akam, setipulu enu-igwe, etielum usu-fa nine iwu. 13 Munwa akpogo ya n'ezi omume, agameme azi ka uzo-ya nine kwulu oto: yanwa galu obodom, ogezipu ndi nkem adokpulu adokpulu, oburo n'onu afia nke onabu ine olu, ka Jehofa nke usu *ndi agho* kwulu.

Digitized by Google

14 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Akànyà nke Ijipt dọtalu, na ife nke Itiopia tutalu na mgbele, na ndi-Sebean, ndi solu ogonogo, gefekute i, fa gabu nke i; fa ganeso i n'azu; fa geyi iga wefeta: fa gesekpulu i, fa gekpelu i, *nasi*, Ezie Cuku nọ nime i; onye ọzọ adirọ, Cuku ọbuna adirọ. 15 Ezie Nginwa bu Cuku nke nezobe Onwei, Ngi Cuku nke Israel, *bú* Onye nzọputa. 16 Ifele geme fa, eye, agemenye fa ifele n'iru, fa nca: ndi napi alusi gabanyekọ n'ifele. 17 *Ma* Jehofa geji nzọputa ebe-ebe wezọputa Israel: ifele amemenata unu nke anemenye unu ifele n'iru welue n'uwa ebe-ebe ebe-ebe.

18 Makana nọnwọ ka Jehofa Nke kelu enuigwe kwulu; Yanwa bu Cuku; Nke kpulu uwa me ya; Yanwa melu ka osie ike, Ọkerọ ya ka ọtọgbọlu kponcala, Ọkpulu ya ka ebili nime ya: Munwa bu Jehofa; onye ọzọ adirọ. 19 Ekwurọm na nzuzo, n'ọnọdu nke ani ọcici di; asirọm nkpulu Jekob, Cọbanum n'ebe tọgbọlu kponcala: Munwa Jehofa nekwu ezi omume, anamegosi ife kwu-ga ọtọ. 20 Kpọkọnu onweunu ọnu ka unu bia; kpudebenu n'ofu, unu ndi sitelu na mba-ga gbapusia: fa amarọ ife bu ndi bulu osisi alusi-fa apili api, nekpelu cuku nadazọputa azọputa. 21 Gosinu, ka unu weputa *ya* n'ìfè; eye, ka fa rakọ alo n'ofu: onye melu nka ka anu ya n'ọge gbo? onye gosili ya gbo? ọburọli Munwa Jehofa ka? Cuku ọzọ adirọ belu sọm; Cuku nke bu onye ezi omume na onye nzọputa; ọdirọ onye ọbuna belu sọm. 22 Donum iru, ka ewezọputa unu, unu ebe nine uwa jedebelu: makana Munwa bu Cuku, onye ọzọ adirọ. 23 Ejim Onwem wenua iyi, okwu esigo n'ọnum wepua n'ezi omume, omecigha, na nkpili-

ukwu nine gesekpulum, ile nine gaṅulum iyi. 24 Madu gasim, Ọbu sọsọ na Jehofa ka ezi omume na ike di: Ya ka madu gabiakute, ifele geme ndi nine iwe-fa nwulu ọku n'aru Ya. 25 Na Jehofa ka agagunye nkpulu Israel nine na ndi ezi omume, fa ganya azi isi.

46 1 Bel sekpulu ani, Nibo rugọlu erugọlu; alusi-fa di-ga n'enu anumanu na ife-enunu: ife unu nebughaliga ka ebolu, *ka ọbulu* ibu *anu* ume kupulu. 2 Fa rugọlu, fa sekpulu ani n'ofu; fa apurọ ime ka ibu gbapu, ma adọlugo fa n'onwefa n'agha.

3 Nulunu onum, unu unọ Jekob, na ndi nine gbọputalu n'unọ Israel, ndi ebululi sitena afọ, ndi ekululi n'aka sitena afọ *nne-fa:* 4 genyena agadi azi Munwa bu Ya, genyena isi awọ Munwa gebu azi *unu:* Munwa melu, Munwa geku azi n'aka; eye, Munwa gebu, geme azi ka unu gbapu. 5 Onye ka unu gemem ka Myie, mem ka Mralu nranya, tunyelum, ka ayi weyie? 6 Ndi si n'akpa nerupu ọna-edo, nesì ọna-ọca n'ife nsì, fa gota uzu ọna-edo, ọkpua ya cuku; fa da n'ani, eye, fa sekpue. 7 Fa bo ya n'uku-ubu *madu,* fa bulu ya, dọba ya n'ọnọdu-ya, ọkwulu; omesi n'ọnọdu-ya kpuruka: eye, madu gakpọku ya, ma ọmaza, nke ọnazọputa ya na nkpa-ya.

8 Cetanu nka, ka unu di ike: wetanu ya ọzọ n'obi, unu ndi njefie. 9 Cetanu ife izizi sitena ọge gbo: makana Munwa bu Cuku, onye ọzọ adirọ; *abum* Cuku, ọdirọ onye ọbuna dikam; 10 negosi isi-njedebe sitena isi-nbido, na sitena ọge gboga ife nke anakarọ me; nasi, Alom gakwudo, agameme ife nine ṣọlum: 11 agamesite n'i-anya-anwu kpọ ugo, sitena ani tọlu ṭaka *na*

Bible Society

onye alom; eye, ekwugom, agameme azi ya ka ọme; ezubelum, agameme azi ya. 12 Nulunu, unu ndi obi ike, ndi nọtelu aka n'ebe ezi omume nọ: 13 ewedebelum ezi omumem nso, ọmadi n'ọte-aka, nzọputam amana azu; agamenye nzọputa na Zaion, nye Israel otutom.

47 1 Ngi nwa-agbọ anemeluro emelu bu ada Babilon, gbadata, ganọdu n'uzuzu; nọdu n'ani ukpo nadiro, ngi ada ndi Kaldea: makana amakpọnwozi i nlo na nmá ọzọ. 2 Welu nkpuma igwe nni, ka igweta utu ọka: koruba akwa igbodo iru i, yipu afe inakpucata n'azu i, gbopu akwa n'úkwú-i, si n'orimili gafega. 3 Agagbaba i ọtọ, eye, agafu ifele-i: agamabọ ọbọ̀, Mmasọlu onye ọbuna anya. 4 Onye-ngbaputa-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha* bu afa-Ya, Onye di Nsọ nke Israel. 5 Nọdu du, ba n'ọcici, ngi ada ndi Kaldea: makana amakpọnwozi i Nne nwe ani-ezega ọzọ. 6 Ewewusalum ndi nkem iwe, emetọlum ùkwùm, ralu fa nye n'aka-i: imerọlu fa ebele ọbuna; ibolu ndi-agadi ukpako-onu-i ajọ ọlu. 7 Iwesi, Agamabu nne nwenu ebe-ebe: nyabu na itukwasiro ife ndia n'obi-i, nke inelota isi-njedebeya.

8 Nyabu nulu nka, ngi onye neme ka osi sọ i, nanọ n'aru-ofufo, nekwu nime obi-i, Munwa, onye ọzọ adiro belu sọm; mmanọ ka ajadu, nke mnama iyì umu-aka: 9 ma uzọ ife nabọ a gabiakute i n'ofu nje n'ofu mbọsi, *lú* iyì umu-aka, na ibu ajadu: fa gadakwasizu i nca, n'etiti imelime ife-anwansi-i, na ọtutu kwulu ọtutu igba-afa-i-ga. 10 Makana itukwasili ncekwube n'ajọ ife-i; ikwugo, si, Onye ọbuna adafum; amamife-i na ife-ọmuma-i, nke afu enufugo i: ikwugo nime obi-i, Munwa, onye

ọzọ adirọ belu sọm. 11 Ajọ ife gadakwasi i; imama ci-ofufo di ya: ife jọgbulu onweya gadakwasi i; imenwe ike ikpuci ya: nbibi gadakwasi i na ntumade, nke inamarọ. 12 Kwunyelu igba-afa-i-ga, na imelime anwansi-i-ga kita, nke idọlu àkànyà nime fa site ka idi na nwata; ọbuluna igenwe ike iba elele, ọbuluna igeyi egwu. 13 Ike gwulu i n'ọtutu ira-alo-i-ga: ka ndi neke enu-igwe, na ndi nekili kpakpando, na ndi neme ka amalu ọnwa, kwulu ọtọ, zọputa i n'ife gadakwasi-ga i. 14 Ne, fa gadi ka okpolo ọka; ọku gesule fa; fa amanaputa onwefa n'aka ilele ọku: ọmabu opoto-ọku nke aganyalu anyalu, nke ọnabu ọku nke aganọ ani do iru. 15 Nọnwọ ka ife idọlu àkànyà nime fa gesi dili i: ndi so i tụ mgbele sitena ka idi na nwata gawaghali ebe onye anọna *ọnaba* nke ya; ọmenwe onye ọbuna gazọputa i.

48 1 Nulunu nka, unu unọ Jekob, ndi akpọlu n'afa Israel, ndi si na mili-ga nke Juda weputa; ndi nañu iyi n'afa Jehofa, nefota Cuku nke Israel, ma ọburọ n'ezi-okwu, nke ọnabu n'ezi omume. 2 Makana fa kpọlu onwefa ụdi obodo nsọ, dabebe Cuku nke Israel; Jehofa nke usu *ndi agha* bu afa-Ya. 3 Egosigom ife izizi nke ọge gbo; eye, fa si-ga n'ọnum pua, emelum ka anu fa: emelum fa na ntumade, fa weme. 4 Makana amalum na nginwa esika ike, na onu-i bu akwala ígwè, na ọgedege-iru-i bu ọna; 5 nya ka Mji gosi i sitena ọge gbo; emelum ka inu tupu ọme; maka ikwube, si, Alusim melu fa, alusim apili api, na alusim akpulu akpu, etigolu fa iwu. 6 Inugo; nene ife nine a; ununwa azi, unu amegosi ya ka? Emegom i ka inu ife ọfu-ga site ka-ọdinwọ, ọbunadu ife nzuzo-ga, nke inamarọ. 7 Ekelu fa ka-ọdinw

ọburọ sitena gbo; inurọ fa tupu tata; maka ikwube, si, Ne, amalum fa. 8 Eye, inurọ; eye, imarọ; eye, agughero nti-i siteli na gbo: makana amalum na ineme-ka ife aghughọ, akpọlu i-li onye njefie sitena afọ *nne-i.* 9 Maka ifi afam ka Mgeji werukagodu iwem, maka ifi otutom ka Mgeji bìdo Onwem maka i, ka Mweghalu ibepu i. 10 Ne, anucagom i, ma ọburọ dika ọna-ọca; anwagom i n'obo ọku nke afufu. 11 Maka ifi nkem, maka ifi nkem, ka Mgeji me ya; makana kedu ka agesi metọ *afam?* Mmenye azi onye ọzọ otutom.

12 Nulu onum, ngi Jekob, na Israel onye Mkpọlu: Munwa bu ya; Munwa bu izizi, Munwa bu azi ikpe-azu. 13 Eye, akam atọgo ntọ-ani uwa, aka-nnim agbasapugo enu-igwe: mgbe Munwa kpọkulu fa, fa akwulu ọtọ n'ofu. 14 Kpọkọbanu onweunu ọnu, unu nine, ka unu nulu; onye n'etiti fa gosili ife ndia? Onye Jehofa fulu n'anya geme ife gasọ Ya na Babilon, aka-ya *gadakwasi* ndi Kaldea. 15 Munwa, Munwa, ekwugo; eye, akpọgom ya: akpọtagom ya, ọgeme ka uzọ-ya ga ọfuma. 16 Kpudebenum nso, nulunu nka; ekwurọm na nzuzo siteli n'isi-nbido; anọm n'ebe afu, siteli n'ọge ọmelu: kita Dinwenum Jehofa ezitago mu, na mọ-Ya. 17 Nọnwọ ka Jehofa, Onyengbaputa-i, Onye di Nsọ nke Israel, kwulu: Munwa bu Jehofa Cuku-i, Nke nakuzili i ka ọbalu i, Nke nedu i n'uzọ iganejeso. 18 Buluzidu na iñago nti n'ife Mti-ga-lu n'iwu! ndokwa-i ewedi ka orimili, ezi omume-i adi ka akpoli orimili nnu: 19 nkpulu-i adigo azi ka uzuzu, umu si n'afọ-i puta di azi ka nta-aja di-ga ya: amebepu afa-ya nke anemebi ya n'irum.

20 Sinu na Babilon pua, gbanabalunu ndi

Kaldea; welunu onu abù ngoli gosi, menu ka anulu nka, zisanu ya welue n'ebe uwa jedebelu: sinu, Jehofa agbaputago odibo-Ya Jekob. 21 Agu mili agurọzi fa mgbe Oji dulu fa gafe ani ọkpọnku: Ọmelu ka mili si na nkpuma ruputalu fa: Ọkpọwa-azi-li nkpuma, mili wewaputa. 22 Ndokwa adirọlu ndi ọjọ, ka Jehofa kwulu.

49 1 Unu ọba-n'ani orimili nnu, nulunu onum; unu ndi *di n'ice n'ice*, sinu n'ọte-aka na nti: Jehofa akpọgom sitena afọ; sitena afọ nnem ka Ofotalu afam: 2 Ọme-azi-li ọnum dika nmà nkọ, na ndo aka-Ya ka Ozobelum; Ọmebelum ikọ negbupu egbupu, Ọgbacibidolum nime akpa-ikọ-Ya; 3 Ọwesim, Nginwa bu odibom; Israel, onye agesi na ya wetom. 4 Ma munwa si, Adọgom àkànyà na nkiti, anasilim ikem n'iyi n'ife tọgbọlu kponcala na ofu nku-ume: *ma* n'ezi-okwu ikpem nọnyelu Jehofa, ine-ọlum di n'ebe Cuku nọ. 5 Kita ka Jehofa kwulu, *bú* Onye kpulum sitena ime afọ ibu odibo-Ya, ikpọtalu Ya Jekob ọzọ, na ka ewekpokọbalu Ya Israel: (makana anasọpulum n'anya Jehofa, Cuku nkem abulugo azi ikem:) 6 eye, Ọsi, Ọbuka ife nfe na igabu odibom ibunita eboga nke Jekob, na iwecigha ndi Israel edebelu edebe azu: agamewelu azi i nye ka ibulu lfè mbaga, ka iwebulu nzọputam welue n'ebe uwa jedebelu. 7 Nọnwọ ka Jehofa, Onye ngbaputa Israel, Onye di Nsọ nke ya, gwalu onye enenisili nca, onye bu ife alu n'ebe mba nka nọ, odibo ndi nacinu: Ndi-eze gafu binie; ndi-isi *azi*, fa gesekpulu ani; maka ifi Jehofa Nke kwesili ncekwube, Onye di Nsọ nke Israel, Onye rọtalu i. 8 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, N'ọge iru-ọma ka Mzalu i, Muye-azi-li i aka n'ubọsi nzọputa: agamecebe i, ralu

nye ka ibulu àgbà ndi afu, ka iweme kaani kwusie ike, ka iweme fa ka fa keta nkpọnkpọ ùkwù-ga; 9 nasi ndi ekedolu agbu, Pubanu; si ndi nọ n'ọci-ci, Putanu n'ìfè. Fa ganọ n'uzọ wenazu onwefa, n'enu ngongo nine kwu nkiti ka ani-ita-nni-fa gadi. 10 Agu amagu fa nke agu mili nagu fa; nke okpomọku ma-ọbu anwu namagbu fa: makana Onye nemelu fa ebele gedu fa, ọbunadu n'usọ isi-iyi ka Ogedu fa. 11 Agamakwa ugwum nine ka fa bulu uzọ, agebunita uzọm nine akwanili akwani enu. 12 Ne, ndia gesi n'ọte-aka bia: ne, ndia *gesi* n'Ugwu na ọdida-anya-anwu *uebia;* ndia *gesi* n'ani Sainim *bia.* 13 Unu enu-igwe, bubanu abu ngoli; golibe, ngi uwa; tiwabanu n'abu ngoli, unu ugwu: makana Jehofa atasigo ndi-Ya obi, Ọgemelu ndi-Ya ebudalu ebuda ebele.

14 Ma Zaion sili, Jehofa arapugom, Dinwenum ecezọgom. 15 Nwayi gecezọ nwa-ya nala ala, ọmaneji wemelu nwa afọ-ya ebele ka? eye, ike ndia gecezọ, ma Munwa amecezọ i. 16 Ne, atunyegom i n'ọbu-akam; aja-odido-i di-ga n'irum mgbe nine. 17 Umu-aka-i melu ngwa; ndi netikpọ i na ndi melu i ka ibulu obodo tọgbọlu nkiti gesi nime i puta. 18 Wenita anya-i enu *ka inerube* okilikili, ne: ndia nine kpọkọbalu onwefa ọnu, biakute i. Etu Munwa difu ndu, ka Jehofa kwulu, igejilili fa nine wekpudo onwei dika ife icọ nma, welu fa fiedo n'ume-i, dika nwunye anubatalu ọfu. 19 Makana, nkpọnkpọ ebe-i tọgbọ-ga-lu nkiti na ani-i nke emebili emebi, n'ezi-okwu igadikalu ndi bi ebe afu ajọ nkpa, ndi molu i ganọ n'ọte-aka. 20 Umu-i analu i ganekwuzi na nti-i, Ọnọdu akpakalum: nyem ọnọdu ka mwebili. 21 Igasi n'obi-i, Onye mutalum

Digitized by Google

ndia, n'ebe analugolu munwa umu-akam, mbulu aga, bulu onye acupulu acupu n'obodo-ya, nawaghali iru na azu? onye zunitalu ndia? Ne, arapulu sọm; ndia, ebe ka fanwa nọ?

22 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, Ne, agamewenitalu mba-ga akam enu, kwubalu ndi *nine n'uwa* ọkọlọtọm: fa gekuta umu-i ndikom n'obi-fa, agebu umu-i umu-nwayi n'uku-ubu-fa. 23 Ndi-eze gabu nna nazu i, eze-nwayi-fa abulu nne nazu i; fa gesekpulu i kpudosia iru-fa n'ani, galaca etum úkwú-i; igama na Munwa bu Jehofa, ifele ameme ndi negem. 24 Aganaputa dike ife ọdọtalu n'agha, ka-ọbu ndi nke ndi ezi omume dọlu n'agha gagbapu ka? 25 Ma nọnwọ ka Jehofa kwulu, Ageropu ọbunadu ndi dike dọlu n'agha, agome azi ife onye di egwu dọtalu n'agha ka ọgbapu: makana Munwa ganuso onye nke nusolu i ọgu ọgu, Munwa gazọputa umu-i. 26 Agameme ka ndi nemegbu i lie anu aru-fa; ọbala-fa ganegbu fa, dika manya usọ: madu nine gama na Munwa Jehofa bu onye-nzọputa-i, na onye-ngbaputa-i, Onye di Ike nke Jekob.

50 1 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Kedu akwukwọ ncupu nke nne-unu, nke Mji wecupu ya? ma-ọbu onye nime ndi ugwọm ka Mlenyegolu unu n'aka-ya? Ne, maka ajọ omume-unu ka eji le unu, maka njefie-unu azi ka eji cupu nne-unu. 2 Gini melu ofu onye efu nejirọ nọ, mgbe Mji bia? mgbe Mji kpọ oku, gini melu onejirọ nwe ofu efu gazanu? Ọnwelu ka akam si penata nca, nke ọnapurọzi igbaputanu ka? ka-ọbu na enwerọzim ike inaputanu ka? Ne, n'iba-nbam emelum ka orimili nnu ta, emelum ka orimili-ga bulu ọfia kwu nkiti: azù-fa nesi ísì, makana mili adi-

fa nanwu n'agu mili. 3 Ejim ọcici wekpudo enu-igwe-ga, welu azi akwa-uju wegbodo fa.

4 Dinwenum Jehofa enyegom ile ndi akuzili akuzili, ka mwemata ka mgesi welu okwu kwado onye ike gwulu: Ọnakpọte kwa ututu, Ọnakpọte ntim ka ọnanu dika ndi akuzili akuzili. 5 Dinwenum Jehofa emeghegontim, munwa anupurọisi, nke muagbakuta azu. 6 Ecelum ndi netim ife azu, *celu* ndi nekwosisim aji agbugba-ntim: ezoberọm irum n'iinenye ifele n'iru na igbawusa asọ. 7 Makana Dinwenum Jehofa genyelum aka; nya ka enejirọ menyem ifele n'iru: nya ka mji ce irum dika ọmu, ama-azi-lim na ifele amemem. 8 Ọnọ nso bu Onye nagunyem n'onye ezi omume; onye gesom kpe? ka ayi kwulu ọtọ n'ofu: onye bu isi okwum? ka ọkpudebe nsom. 9 Ne, Dinwenum Jehofa genyelum aka; onye bu onye afu gamam ikpe? ne, na fa nine gaka nka dika afe; nla galacapu fa.

10 Onye nọ n'etiti unu natulu Jehofa egwu, nanu onu odibo-Ya? onye nakpaghali n'ọcici, nenwerọ lfe, ka ocekwube afa Jehofa, dabebe azi Cuku-ya. 11 Ne, unu nine ndi namunye ọku, ndi ji ọwa-ọku wefierube onweunu: nagaghalinu n'ilele ọku-unu, na etiti ọwa unu munyegolu. Nka ka unu genwe n'akam, unu gedina ani n'uru.

51 1 Nulunu onum, unu ndi nejeso ezi omume, unu ndi nacọ Jehofa: nenu nkpuma ebe esi waputa unu anya, na ọnu onunu ebe esi gwuputa unu. 2 Nenu Abraham nna-unu, na Sera onye mulu unu, anya: makana mgbe oji bulu sọ ofu onye akpọlum ya, gọzie azi ya, me ka ọba uba. 3 Makana Jehofa atasigo Zaion obi: Ọtasigo ebeya nine tọgbọlu nkiti, me azi ka ọfia-ya kwu nkiti

di ka Iden, me azi ka ọzala-ya di ka ugbo Jehofa; ngoli na aṅuli ka agafu nime ya, inye-ekene, na onu abu ọma.

4 Ṅanum nti, unu ndi nkem; ge-azi-num nti, unu mba nkem: makana ofu iwu gesi n'ọnum puta, agameme azi ka ikpem nọdu bulu ìfè ndi *nine n'uwa*. 5 Ezi omumem di nso, nzọputam apụgo ìfè, akam gekpe ndi *nine n'uwa* ikpe; ọba-n'ani orimili nnu ganegem, fa gecekwube azi ọgwe-akam. 6 Wenienu anya-unu *ne* enu-igwe-ga, ne-azi-nu uwa di n'okpulu fa anya: makana enu-igwe gede dika anwulu, uwa gaka azi nka dika afe, ndi bi nime ya azi ganwu ka anwu-ọtita: ma nzọputam gadi ebe-ebe, amebibi azi ezi omumem.

7 Nulunu onum, unu ndi malu ezi omume, ndi iwum di n'obi; unu atuna egwu nkpali madu, nke obi-unu nemebi n'okwu-alu-fa. 8 Makana nla galacapu fa dika ákwà, aruru alacapu fa dika akwa-aji-anu: ma ezi omumem gadi ebe-ebe, nzọputam azi genyena ndudugandu nine.

9 Teta, teta, yikwasi ike, ngi ọgwe-aka Jehofa; teta, dika n'ubọsi gbo, ndudugandu nke ọge ocie. Ọburọ nginwa bu ife belisili Rehab, nke duwalu dragon aru? 10 Ọburọ nginwa bu ife melu ka orimili nnu ta, *bú* mili nke di-ga nuku ogbu; nke melu ka ọmu-ani orimili nnu bulu uzọ ndi agbaputalu gesi gafe? 11 Ndi Jehofa agbaputalu agbaputa gecigha, welu abù ngoli webia na Zaion; aṅuli ebe-ebe gadi n'isi-fa: fa ganata ngoli na aṅuli, uru na ize-ume gagbanaba.

12 Munwa, Munwa, bu Onye natasi unu obi: nginwa bu onye, iji atulu madu ganwu anwu egwu, *natu-azi-li* nwa nke madu nke ageme dika afifi

Digitized by Google

egwu; 13 ịcezọgo Jehofa Onye kelu i, Onye setipulu enu-igwe-ga, tọ azi ntọ-ani nke uwa; inatu egwu mgbe nca ogonogo ubọsi nine maka ọnuma onye nkpagbu, mgbe ọnakwadebe imebi emebi? kedu ọnuma onye nkpagbu afu? 14 Ageme ngwa tọpu onye nji; ọmanwu *gbada azi* n'onunu, nke ife olili nakọ ya. 15 Makana Munwa bu Jehofa Cuku-i, Nke nakpani orimili nnu, akpoliya wemaba: Jehofa nke usu *ndi agha* bu afa-Ya. 16 Etinyego-azim okwum n'ọnu-i, ekpudogom i na ndo akam, ka Mwekua enu-igwe-ga, tọ azi ntọ-ani nke uwa, wegwa Zaion, si, Nginwa bu ndi nkem.

17 Teta, teta, binie, ngi Jerusalem, nke lagolu n'aka Jehofa iko ọnuma-Ya; ilago n'ọkwa nke iko isọ ngọngọ, za azi uge-ya. 18 Ọnwerọ onye ọbuna gedu ya n'etiti umu-ndikom nine ọmutagolu; nke ọnenwe onye ọbuna nejide ya n'aka n'umu-ndikom nine ọzuputagolu. 19 Ife nabọ ndia ekwudogo i, onye gagugu i? nbibi na ntikpọ, na ugani na nmà agha; kedu ka Mgesi tasi i obi? 20 Ufu ekpugo umu-i, fa dina ani n'abu-uzọ nine, dika mgbada malu n'ọnya; fa juputalu n'ọnuma Jehofa, *bú* nba Cuku-i balu. 21 Nyabu nulu nka, ngi anebuda ebuda, nke ife negbu, ma ọburọkwọ manya: 22 nọnwọ ka Dinwenu-i Jehofa kwulu, bú Cuku-i Nke nekwulu ndi-Ya, Ne, na anapugom n'aka-i iko nke isọ-ngọngọ, bú ọkwa nke iko ọnumam; imalanwozi ya ọzọ: 23 agametinye ya n'aka ndi nesogbu i; ndi gwagolu nkpulu-obi-i, si, Rulu ani, ka ayi wenefega: iwetọgbọ azu-i dika ani, di azi ka ilo, n'ebe ndi nenefega i nọ.

52 1 Teta, teta, yikwasi ike-i, ngi Zaion; yili ọmalica afe-i-ga, ngi Jerusalem, obodo di

nsọ: makana site ka-ọdinwọ wegaba ndi neberọ ugwu na ndi lulu inyi amabata nime i ọzọ. 2 Ticapu onwei n'etum; binie, nọdu ani, ngi Jerusalem: tọpu onwei agbu di i n'onu, ngi ada Zaion adọlu n'agha.

3 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu, Elelu unu nana ife ọbuna; agagbaputa azi unu ma ameji ego. 4 Makana nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, Ndi nkem gbadalu n'izizi n'Ijipt inwu ula n'ebe afu: onye Asiria azi kpagbulu fa neme ife ọbuna. 5 Nyabu, gini ka Mneme n'ebea, ka Jehofa kwulu, n'ebe adọkpulu ndi nkem na nkiti? ndi naci fa nebe uya, ka Jehofa kwulu, anakpọli afam mgbe nca n'ọgonogo ubọsi nine. 6 Nya ka ndi nkem geji malu afam: nya ka fa geji malu n'ubọsi afu na Munwa bu Onye kwulu okwu; ne, Munwa.

7 Nekene ka ukwu onye ozi ọma si bulu sọ nma n'enu ugwu-ga, bu onye neme ka anulu okwu ndokwa, nke nezi ozi ọma nke ezi ife, neme ka anulu okwu nzọputa; nke nagwa Zaion, si, Cuku-i neci eze! 8 *Nekene* onu ndi-nce-i! fa wenie onufa, fa nabu abu ngoli n'ofu; makana fa gafu, iru na iru, mgbe Jehofa cighana na Zaion. 9 Tiwabanu n'abù, nabunu abu ngoli n'ofu, unu ebe tọgbọ-galu nkiti nke Jerusalem: makana Jehofa atasigo ndi-Ya obi, Ọgbaputago Jerusalem. 10 Jehofa agbabago ọgwe-aka-Ya di nsọ aka n'anya mba nine; ebe nine uwa jedebelu gafu nzọputa Cuku-ayi. 11 Puanu, puanu, sinu n'ebe afu pua, unu emetuna ife lulu inyi ọbuna aka; sinu n'etiti ya puta; dinu ọca, unu ndi nebu ife-ga nke Jehofa. 12 Makana unu amapu na ngwa, nke unu napu n'ọsọ:

Digitized by Google

makana Jehofa gaga n'iru unu; Cuku nke Israel gabu azi Onye azu unu.

13 Ne, odibom ganeme ife n'uzọ amamife, agebuni ya bunie ya enu, ọgadi azi agadaga enu. 14 Dika isi gba imelime ghali, (emebikalili iruya kalia nke madu ọbuna ọzọ, udi-ya azi kalia nke umu madu,) 15 ọbu nọfu ka ogesi fewusa imelime mba-ga; ndi-eze gekpucita ọnu-fa n'ebe Ọnọ: makana ife anakọnurọlu fa ka fa gafu; ife fa nanunurọ ka fa gaghọta.

53 1 Onye kwelu ife ayi nugolu? onye ka egosili aka Jehofa? 2 Makana osonitalu n'iru Ya dika nwa osisi di nlo, di azi ka nkpọlọgwugwu putalu n'ani kpọlu nku: ọnwerọ udi nke ọnama nma; mgbe ayi fulu ya, ọnwerọ iru nke ife-ya geji nasọ ayi. 3 Enenili ya, madu ju azi ya; nwoke ife-nwute-ga, onye malu ọya-ga: enenili ya dika onye madu nezonari iru-fa, ayi agunyerọ ya n'ife ọbuna.

4 N'ezi-okwu yanwa ebulugo ọya-ayi-ga, nado azi ife-nwute-ayi-ga: ma ayinwa gunyelu ya n'onye apialu ife, onye Cuku tili ife, onye ebuda-azili ebuda. 5 Ma emelulu yanwa aru maka njefie-ayi-ga, emeputalu ya ọnya maka ajọ-omume-ayi-ga: itali ndokwa-ayi di n'aru-ya; ọbu azi ubeitali-ya-ga ka eji zọ ayi. 6 Ayi nine akpafusigo dika atulu; ayi edogo iru n'uzọ aka ayi n'ofu n'ofu; Jehofa emego azi ka ajọ-omume-ayi nine dakwasi ya.

7 Emegbulu ya, ma obudalu onweya ọsarọ ọnuya; dika nwa atulu nke akpu jekọ igbu egbu, di azi ka atulu melu ogbi n'iru ndi nebeca ya aji; eye, ọsarọ ọnu-ya. 8 Sitena nkpagbu na ikpe ka eji

Digitized by Google

wepu ya; ndudugandu-ya azi, onye *nime fa* cighalu uce-ya na ebepulu ya n'ani ndi di ndu? maka ifi njefie ndi nkem ka eji pia ya ife. 9 Fa mekọlu ini ya na ndi ọjọ, melu ya na ọgalanya n'ọnwu-ya; ọbu ezie na ọmerọ ife-ike ọbuna, nke aghughọ ọbuna nadi n'ọnu-ya.

10 Ma ọsọlu Jehofa ka Ọmeta ya ọnya; Ọmego ka ọya ọya: mgbe Igeji me nkpulu-obi-ya ka ọbulu àjà ikpe-ọmuma, ọgafu nkpulu-*ya*, ọgesetiwanye ubọsi-ya-ga, ife usọ Jehofa gaga ọfuma n'aka-ya. 11 Sitena idọ-àkànyà nke nkpulu-obi-ya ọgafu, afọ geju ya: sitena ife-ọmuma-ya ka odiboin onye ezi omume geji me imelime ka fa bulu ndi ezi omume: ogebu azi ajọ omume-fa-ga. 12 Nya ka Mgeji kenyekọ ya na ndi bu nuku ọkè, yanwa geso azi ndi-dike kekọ ife anutalu n'agha; maka na orupulu nkpulu-obi-ya wenye n'ọnwu, ewegunye ya na ndi njefie: ma yanwa bulu njọ imelime *madu*, nayọ-azi-li ndi njefie ayiyọ.

54 1 Buba abu ngoli, ngi aga, ngi onye namu-nurọ nwa; tiwaba n'abù ngoli, nakpọsi nkpu ike, ngi onye ime nwa nemenurọ: makana umu nke nwayi nọ nkiti ka umu nke nwayi nwelu di, ka Jehofa kwulu. 2 Setiwanye ebe ikwu-i, ka fa setiwanye azi ife okpukpu nke ebe-obibi-iga; azọdokwana: me ka udọ-i-ga sowanye ogonogo, me azi ka nkpukpọ-ga nke ikwu-i sie ike. 3 Makana igawasa n'aka-nni na aka-ekpe; nkpulu-i genwelu mba-ga, me azi nkpọnkpọ obodo-ga ka ebicie fa. 4 Atuna egwu; makana ifele ameme i: emena ifele; makana amemenye i ifele n'iru: makana igecezọ ifele nke idi-na-nwata-i, na nkpali nke ajadu ibu ka imanecetanwozi ọzọ. 5 Makana Onye kelu i bu di-i; Jehofa nke usu *n'*

agha bu afa-Ya: Onye di Nsọ nke Israel bu onye-ngbaputa-i; agakpọ Ya Cuku nke uwa nine. 6 Makana Jehofa akpọgo i dika nwunye arapulu arapu nke onewute azi mọ-ya, ọbunadu nwunye anulu n'okoloọbia, mgbe ajulu ya, ka Cuku-i kwulu. 7 Nwantinti ọge ka Mrapugolu i arapu; ma agameji nuku ebele wekpọcigha i. 8 Ezonarilim i irum nwa ọge nime iwe nagbọfu agbọfu; ma agameji afọ-ọma ebe-ebe wemelu i ebele, ka Jehofa onye-ngbaputa-i kwulu. 9 Makana nka di *ka* mili-ga nke Noa n'ebe Mnọ: makana etu Mnugolu iyi na mili nke Noa amelikpuzi uwa ọzọ, ọbu nọfu anugom iyi na Mmewewusa i iwe, nke Mnabalu i nba. 10 Makana ugwu geniri-ga, ageropu ngôngo-ga; ma afọ-ọmam ameniri n'ebe inọ, nke aneropu àgbà nke ndokwam, ka Jehofa Nke megolu i ebele kwulu.

11 Ngi onye ebudalu ebuda, eji akpoli amaghali, anatasirọ obi, ne, Munwa geji ọta-njele wedo nkpuma-i, welu *nkpuma* safaia tọ ntọ-ani-i-ga. 12 Agameji *nkpuma* rubi-ga weme windo-i-ga, welu azi *nkpuma* kabọnkel-ga weme ọnu-uzọ-ilo-i-ga, welu azi ọmalica nkpuma-ga wedorube ókè-ani-i nine. 13 Agakuzili umu-i nine n'aka Jehofa; ndokwa nke umu-i *gabu* azi nuku. 14 Ageme ka ikwusie ike n'ezi omume: iganọte nkpagbu aka, makana imatu egwu; nọte azi ibobo aka, makana ọmakpudebe i nso. 15 Ne, fa gagbakọba, ma ositerọ n'akam: onye ọbuna gagbakọba imedide i gada maka ifi i. 16 Ne, Munwa ekego uzu nke naru ọku iceku, nakpu ife eji alu ọlu ọbuna; Munwa azi ekego onye nbibi ka owenemebi. 17 Ọnwerọ ife ọbuna akpulu iji medide i gaganu; ile ọbuna gebini imedide i n'ikpe ka igama ikpe.

Nka bu ùkwù ndi-odibo Jehofa, ezi omume-fa si n'akam bia, ka Jehofa kwulu.

55 1 Biali, onye ọbuna akpili kpọlu nku, bianu na mili, na onye nenwerọ ego; bianu, golunu, lienu; eye, bianu, golunu manya *fain* na ala-*efi* néji ego na akwu ugwọ. 2 Gini melu unu ji welu ego nego ife naburọ nni? na ife unu dọtalu n'àkànyà igo ife nadeju afọ? nulunu onum sọ, ka unu lie ezi ife, ka abuba nasọ nkpulu-obi-unu usọ. 3 Genu nti, ka unu biakutem; nulunu, na nkpulu-obi-unu gadị ndu: Mu na unu geme àgbà ebe-ebe, *bú* afọ-ọma kwesili ncekwube emelu Defid. 4 Ne, ewelugom ya nye ka ọbulu ndi *nine n'uwa* onye ama, *ka ọbulu* ndi *nine n'uwa* onye ndú na onye getili fa iwu. 5 Ne, igakpọ mba nke inamarọ, mba nke namarọ i gagbakute i, maka ifi Jehofa Cuku-i, na maka ifi Onye di Nsọ nke Israel; makana Onyego i otuto.

6 Cọbanu Jehofa n'ọge agacọta Ya, kpọkubenu Ya n'ọge Ọnọ nso: 7 ka onye ọjọ rapu uzọ-ya, *ka* onye neloro elo *rapu* ilolo-ya-ga: ka ocighakute Jehofa, na Ọgemelu ya ebele; *cighakute* azi Cuku-ayi, makana Ọgagbaghalu ya imelime. 8 Makana ilolom aburọ-ga ilolo-unu, nke uzọ-unu nabu-ga uzọm, ka Jehofa kwulu. 9 Makana dika enu-igwe si ka-ga ani enu, ọbu nọfu ka uzọm si ka-ga uzọ-unu enu, ilolom *ka-ga* azi ilolo-unu *enu*. 10 Makana dika mili na sno si esi n'enu-igwe ezo, ghalu icigha azu n'ebe afu ọzọ, ma ọnede ani, neme ka ife nadù nepu epu, nenye azi onye nagha agha nkpulu na onye neli eli nni; 11 ọbu nọfu ka okwum nke sim n'ọnu pua gadi: ọmagba aka cighakutem, ma ọgeme ife nasọm, ọgaga azi ọfuma n'ife Mzili ya. 12 Makana unu geji anuli pu-

ageji azi ndokwa wedupu unu: ugwu na ngongoga getiwaba n'abù ngoli n'iru unu, osisi nine diga n'ọfia gakuba aka-fa. 13 Kama ogwu osisi fia geso, kama ọkilika osisi matel geso: ọgabulu Jehofa afa, bulu ife arima ebe-ebe nke amanebepu ebepu.

56 1 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Debenu ikpe, neme-azi-nu ezi omume: makana nzọputam di nso ibia, ezi omumem di azi nso ikpughe ekpughe. 2 Aṅuli nadili onye neme nka, na nwa nke madu onye jisi ya ike; onye nedebe sabat ghalu imetọ ya, debe azi aka-ya ghalu ime ajọ ife ọbuna. 3 Ọzọ ka onye ani madu, nke nyakudogolu onweya n'ebe Jehofa nọ, ghalu ikwu, si, Jehofa agharọ ikewapum na ndi-Ya: ka onozi ghalu isi, Ne, munwa bu osisi kpọlu nku. 4 Makana nọnwọ ka Jehofa gwalu ndi-onozi nedebe sabat nkem-ga, naralu azi ife nasọ-gam, jisie àgbàm ike: 5 Ọbu fa ka Mgenye ife nceta na afa ka umu-ndikom na umunwayi nmá nime unọm na ime aja-odidom; agamenye onye di nọnwọ afa ebe-ebe, nke amanebepu ebepu. 6 Ndi ani madu azi, ndi nyakudolu Jehofa onwefa, ijelu Ya ozi, na ifu afa Jehofa n'anya, ibu odibo-Ya, onye ọbuna nke nedebe sabat ghalu imetọ ya, jisie azi agbam ike; 7 ọbu fa ka Mgakpọta n'ugwum di nsọ, me azi ka fa ṅulia aṅuli n'unọ-ekpelum; àjà-nsule-fa na ife-àjà-fa-ga gasọm usọ n'enu ebe-icu-ajam: makana agakpọ unọm unọ ekpelu ndi nine *n'uwa*. 8 Dinwenuayi Jehofa Nke cikọbalu ndi Israel acusalu acusa si, agamacikọnyekwulu ya *ndi ọzọ*, nyelu ndi-ya acikọlu acikọ.

9 Unu anu ọfia nine, bianu ka unu lie, *eye*, unu anu nine bi n'ugboko. 10 Ndi-nce-Ya kpulu isi,

fa nine amarọ; fa nine bu nkita bu-ga ogbi, fa apurọ igbọ uja; nalọ nlọ, nedina ani, nafu itu olu-ula n'anya. 11 Eye, nkita di-ga icu, fa amarọ afọ-ojuju; ndia bu ndi-ọzùzù-atulu ndi namarọ nghọta: fa nine edogo iru n'uzọ aka fa, ebe onye anọna n'elele-ya, sitena akuku nine ọbuna. 12 *Fa nasi*, Bianu, agameweta manya *fain*, ayi galaju ife ọlila di ike afọ; eci gadi ka tata, ọnaghaga agadaga.

57 1 Onye ezi omume neyì, ọnwerọ madu ne-tinye ya n'obi-ya; anewepu azi ndi afọ-ọma, ọnwerọ onye naghọta na anewepu onye ezi omume n'iru ajọ ife. 2 Ọnaba nime ndokwa; fa nezulu ike n'àkwà-edina-fa, *bú* onye ọbuna neje ekelesu.

3 Ma kpudebenu nso n'ebea, ununwa umu ndi nne-fa nenene ani, nkpulu nwoke na nwayi nayi ọyi. 4 Onye ka unu ji egwú egwú? onye ka unu nasaghesi ọnu-unu emedide, naliputa ile? unu aburọ umu njefie ka, bulu nkpulu nke así, 5 unu ndi neme onweunu ka unu di ọku n'etiti *osisi* terebint-ga, n'okpulu osisi ndu ọbuna; ndi negbu umu-aka na mgbulugudu-ga, n'okpulu ebe nkpuma gbọwa-ga-lu agbọwa? 6 N'etiti *nkpuma* nke mgbulugudu te-lalu etela ka òkè-i di; fanwa, fanwa bu ife lulu i: ọbu fa ka iruwusagolu àjà ife ọlila, *fa ka* icunyegolu àjà nni. Ageme ka Mnọdu du maka ifi ife ndia ka? 7 Idebego àkwà-i n'enu ugwu di ajọ enu: ebe afu azi ka irọgolu icu aja. 8 Idebego ife-nceta-i n'azu aku-uzọ-ga na azu ide ọnu-uzọ-ga: makana igbalu onye ọzọ ọtọ kama Munwa, irọgogo azi enu; imego ka àkwà-i riwanye nne, iwesolu fa melu onwei àgbà; ifu àkwà-fa n'anya n'ebe ifuna ya. 9 Iji azi ude wejeku eze afu, neme azi ka ife-fsì-usọ-i nabawanye, wezite ndi-ozi-i aka,

webuda onwei genyena Ṣeol. 10 Ogonogo uzọ-i melu ka ike gwu i; *ma* ikwurọ, si, Ncekwube ądirọ: ifulu ndu aka-i; nya kpatalu ọya nejirọ ya i. 11 Onye ka inajọlu ujọ natu-azi-li egwu, nke inasi asi, weghalu icetam, nke inetinye ya n'obi-i? Munwa edeberọ ọnum du ọbunadu sitena ọge gbo, ma iturọlum egwu? 12 Munwa gegosi ezi omume-i; ọlu-i azi, fa amabalu i n'ife. 13 Mgbe ikpọlu nkpu, ka ife icikọbagolu naputa i; ma ifufe gefepu fa, ofu nku-ume gekupu fa nine: ma onye gbabalu nimem geketa ani afu, ọgenwelu ugwum di nsọ. 14 Ọgasi azi, Kwanienu enu, kwanienu enu, dozienu uzọ, wepunu ife isọ-ngọngọ n'uzọ ndi nkem.

15 Makana nọnwọ ka Onye di enu Onye ebuni-azi-li enu Onye nanọ ọkpu, Onye afa-Ya bu Onye di Nsọ, kwulu: Anọm n'ebe di enu di azi nsọ, nọnye-azi-li onye mọ-ya tiwalu etiwa di ązi ume-ani, itunye ndu na mọ ndi ume-ani, na itunye ndu n'obi ndi tiwalu etiwa. 16 Makana Mmanese okwu ebe-ebe, nke Mnewe iwe ọkpu: makana ufu gekpu mọ *madu* n'irum, ya na nkpulu-obi-ga nke Munwa kelu. 17 Maka ifi ajọ omume nke anya-ukwu-ya ka Mji we iwe wetie ya ife, ezobelum *irum* we azi iwe: owedorue iru-ya naga n'uzọ nke nkpulu-obi-ya. 18 Afugom uzọ-ya-ga, agamazọ azi ya: agamedu azi ya, nyecigha ya na ndi-ya neru uru ntasi-obi. 19 Ekem nkpulu egbugbele-ọnu-ga: Ndokwa, ndokwa, dili onye nọ n'ọte-aka na onye nọ nso, ka Jehoſa kwulu; na agamazọ ya. 20 Ma ndi ọjọ di-ga ka orimili nnu namaghali amaghali; makana ọpurọ idelu du, mili-ya azi namaputa-ga ulu na inyi. 21 Ndokwa adirọlu ndi ọjọ, ka Cukum kwulu.

Digitized by Google

58 1 Kpọsie nkpu ike, azọdokwana, wenie onu-
i dika opi, gosi ndi nkem njefie-fa, na unọ
Jekob njọ-fa-ga. 2 Ma fa nacọm kwada, ọnasọ fa
ima uzọm-ga: dika mba ndi melu ezi omume,
ndi najurọ ikpe nke Cuku-fa, fa nayọm ikpe-ga
nke ezi omume, ọnasọ fa usọ ikpudebe Cuku nso.
3 *Fa nasi,* Gini melu ayi ji bue ọnu, ma Ifurọ?
gini melu ayi ji ebuda nkpulu-obi-ayi, ma Imarọ?
Ne, n'ubọsi ibu-ọnu-unu unu nacọta ife usọ *aka*
unu, nemegbu ndi nine nadọlu unu àkànyà. 4 Ne,
unu nebu ọnu maka esemokwu na ọgu, na iti ikpa
ife ọjọ: unu adebu ọnu tata n'uzọ agesi nu onu-
unu n'enu. 5 Ọbu etu afu bu ibu-ọnu Mrọtagolu
ka? ubọsi madu gebuda nkpulu-obi-ya ka? Ọbu
idi nerunata isi-ya n'ani dika ami, na igbasa akwa-
uju na ntu n'okpulu ya? igakpọ nka ibu-ọnu, ya
na ubọsi gasọ Jehofa usọ ka? 6 Nka aburọ ibu-
ọnu Mrọtagolu ka? itọpu agbu ife ọjọ, itọsisi udọ
ukpako-onu-ọlu, na izipu ndi anakpagbu ka fa
nwelu onwefa, ka unu kpajisie ukpako-onu-ọlu
ọbuna? 7 Ọburọ ikenye onye agu nagu nni-i, na
ka ikpọbata ndi ebudalu ebuda nawaghali ebe nine
n'unọ-i? mgbe ifulu onye gba ọtọ, ka ijebe ya
ákwà; ka ighalu izonarili onye-aru-i onwei?
8 Mgbe afu ìfè-i gawa dika ututu, ndiri-i gaputa
ọsisọ: ezi omume-i azi gagabulu n'iru i; otuto
Jehofa gabu onye-azu-i. 9 Mgbe afu igakpọ oku,
Jehofa gaza azi; igakpọ nkpu, Ọgasi, Nemnwa.
Ọbuluna iweruka n'etiti i ukpako-onu-ọlu, isetipu
nkpisi-aka, na ikwu ekwu neloro elọ; 10 ọbu-
lu azi na inye onye agu nagu ife nkpulu-obi-i
cọlu, me ka afọ ju nkpulu-obi ebudalu ebuda; ìfè-
i gawa nime ọcici, mgbaci-i adi ka efifie nabọ:
11 Jehofa ganedu azi i mgbe nca, me ka afọ ju

nkpulu-obi-i n'ebe kpọ-ga-lu nku, me azi ka ike di ọkpukpu-i-ga; igadi ka ugbo mili nezowusa ri nne, di azi ka isi-iyi, nke mili-ya nadata ata. 12 Ndi gesi nime i puta galuzi ebe tọgbọ-ga-lu nkiti gboli: igedoni ntọ-ani nke imelime ndudugandu; agakpọ azi i Onye ndozi ebe gbọwalu agbọwa, Onye nakwazi ọkpu-uzọ ibi nime *fa*. 13 Ọbuluna iweruka ukwu-i n'ubọsi sabat, ghalu idi neme ife nasọ i n'ubọsim di nsọ; iwekpọ sabat ife malu nma, *na* ife di nsọ nke Jehofa ife di nsọpulu; inasọpu-azi-li ya, ghalu ime uzọ aka i-ga, maọbu icọta ife usọ aka i, maọbu ikwu okwu *aka i-ga:* 14 mgbe afu obi-i gasọ usọ na Jehofa; agameme ka ilikwasi n'ebe di-ga enu nke uwa; agameji ùkwù Jekob nna-i weme ka ilie ife: makana ọnu Jehofa ekwugo.

59 1 Ne, na aka Jehofa epenataro epenata, nke ọmaneji nwe ike izọputanu; nke nti-Ya nadi alọ, nke ọmaneji nwe ike inu ife: 2 ma ajọ-omume-unu-ga akpago ókè n'etiti unu na Cukuunu, njọ-unu-ga ezonarigolu unu iru-Ya, nyabu na Ọmanu. 3 Makana eji ọbala wemelu aka-unu, welu azi ajọ omume *wemelu* nkpisi-aka-unu; egbugbele-ọnu-unu ekwugo okwu asi, ile-unu nedemu ajọ ife. 4 Ọnwerọ onye ọbuna nakpọ *madu eje ikpe* n'ezi omume, ọnwerọ onye neji ezi okwu eje ikpe: fa cekwubelu ife nkiti, nekwu okwu asi; fa tulu ime ife ilu aru, muputa ife nelorọ elo. 5 Fa bulu àkwá ajọ agwọ, tua onya-ududo: onye lili àkwá-fa nanwu anwu, nke azọwalu azọwa nagbọwaputa nwa ajọ agwọ. 6 Onya-ududo-fa amaghọru afe, nke fa neji ọlu-fa-ga egbokpo onwefa: ọlu-fa bu-ga ọlu ife nelorọ elo, ime ife-ike di n'aka-fa. 7 Ukwu-fa nagbaga n'ajọ

ife, fa nagba ọsọ igbafu ọbala ndi nemerọ ajọ ife: ilolo-fa bu-ga ilolo ife neloro elo; nbibi na ntikpọ di n'uzọ-fa akwanili akwani. 8 Fa amarọ uzọ ndokwa; ikpe adirọ n'ebe fa si aga: fa akwagolu onwefa ọkpu-uzọ gbagọlu agbagọ; onye ọbuna zọlu ukwu nime ya adama ndokwa. 9 Nya ka ikpe ji te ayi aka, ezi omume nekwudorọ ayi: ayi nege ifè, ma ne ọbulu ọcici; ayi nege ebe nwulu enwu, ma ayi naga na mgbaci. 10 Ayi nasọ isi n'aja-odido dika ndi ìsì, eye, ayi nasọ isi dika ndi nenwerọ anya ọbuna: ayi nasọ ngọngọ n'efifie nabọ dika ọbu emumeci ututu; ayi nọ n'ebe gbalu ọcici dika ndi nwulu anwu. 11 Ayi nine nagbọ uja dika bea, negosi ákwá ike ka nduli: ayi ge ikpe, ma ọdirọ; ayi ge nzọputa, ma ọtelu ayi ezi aka. 12 Makana njefie-ayi-ga riwanyelu nne n'iru I, njọ-ayi naza-ga azi imedide ayi: makana njefie-ayi so-ga-lu ayi, ajọ omume-ayi-ga azi, ayi malu fa: 13 na njefie na igọ Jehofa, na idacigha azu sodebe Cuku-ayi, nekwu okwu nkpagbu na okwu isifie uzọ, si n'obi nemo okwu asi nekwuputa fa. 14 Akwacighalu ikpe azu, ezi omume kwute aka: makana ezi-okwu sọlu ngọngọ n'ilo, ije-ekelesu apurọ iba nime. 15 Eye, ezi-okwu adiọ ya; onye si n'ajọ ife puruka melu onweya ife nkwali: Jehofa wefu ya, ọbulu ajọ ife n'anya-Ya na ikpe adirọ. 16 Qwefu na madu ọbuna adirọ, ọtu azi Ya n'anya na ọnwerọ onye gayọlu *fa:* ọgweaka-Ya wewetalu Ya nzọputa; na ezi omume-Ya, nke afu wekwado Ya. 17 Oweyili ezi omume dika afe agha, kpulu azi okpu nzọputa n'isi-Ya; Oyili afe ibọ-ọbọ ka fa bulu afe-Ya, Ogbolu azi ekwọlo dika agbo. 18 Ka fa si kwucigha, nọfu ka Ogesi kwucigha, *Ọgakwucigha* ndi nemedide Ya

ọnuma, welu nkwucigha kwucigha ndi-ilo-Ya; Ọgakwucigha ọba-n'ani orimili nnu ife nkwucigha. 19 Fa ewesitena ọdida-anya-anwu wetubalu afa Jehofa egwu, site azi n'ọwuwa anwu *tubalu* otuto-Ya *egwu:* makana Ọgabia ka mili nuku ọda, nke ume Jehofa nacu ọsọ. 20 Onye ngbaputa gabia na Zaion, biakute ndi rapulu njefie na Jekob, ka Jehofa kwulu. 21 Munwa, nka bu agba Mu na fa melu, ka Jehofa kwulu: mọ nkem nke dikwasi i, na okwum nke Mtinyegolu n'ọnu-i, amapu n'ọnu-i, nke fa napu n'ọnu nkpulu-i, nke fa napu n'ọnu nkpulu nkpulu-i, ka Jehofa kwulu, site ka-ọdinwọ wegaba ebe-ebe.

60 1 Binie, nwue; makana ìfè-i abiago, otuto Jehofa awakwasigo azi i. 2 Makana, ne, ọcici gekpudo uwa, oke ọcici gekpudo ndi *nine n'uwa:* ma Jehofa gawakwasi i, agafu otuto-Ya n'aru-i. 3 Mba gabia-ga n'ìfè-i, ndi-eze azi *gabia* n'onwu-malamala nke ọwuwa-i. 4 Wenie anya-i *ne* okilikili, ka ifu: fa nine nakpọkọ onwefa ọnu, fa biakute i: umu-i ndikom gesi n'ọte-aka bia, ageku azi umu-i umu-nwayi n'aka. 5 Mgbe afu igafu ewenye i ìfè, aru gama obi-i nni ageme ka oriwanye nne; makana ageme ka ọ́kù si n'orimili nnu puta lue i aru, àkù nke mba-ga gabiakute i. 6 Imelime kamel gekpudo i, umu kamel nke Midian na Efa; fa nine gesi na Ṣiba bia: fa gebuta ọna-edo na frankinsens, fa gezi ozi ọma nke otuto Jehofa. 7 Ìgwè atulu na ewu nine nke Kida ka agacikọba n'ebe inọ, ebunu nke Nebaiot ganejelu i ozi: fa garọgota n'ebe-icu-ajam dika ife nasọ usọ, agamacọ unọm nke malu nma nma. 8 One ndi bu ndia nefe ka ulukpu, *nefe* azi ka nduli *si efesi* na windo- ? 9 N'ezi-okwu ọba-n'ani orimili nnu ganegem,

ugbọ Tasịs gebu-ga uzọ, si n'ọte-aka cinata umu-i ndikom, fa na ọna-ọca-fa na ọna-edo-fa, maka afa Jehofa Cuku-i, na maka Onye di Nsọ nke Israel, makana Ọmego i ka ima nmá. 10 Ndi ani madu gedoni aja-i, ndi-eze-fa gejelu i ozi: makana etilim i ife n'iwem, ma emegolum i ebele n'iruọmam. 11 Aganeghebe azi ọnu-uzọ-ilo-i-ga ọghe mgbe nca; amemeci fa n'efifie ma-ọbu n'ucici; ka madu webutalu i àkù nke mba-ga, kpulu azi ndi-eze-fa. 12 Makana mba afu na ani-eze afu nke manefe i gana n'iyi; eye, ageme mba afu-ga ka fa tọgbọlucasia nkiti. 13 Otuto Lebanon gabiakute i, osisi fia, na *osisi* pain, na osisi bọks n'ofu nje; ime ka ọnọdu ebe-nsọm ma nmá, agameme azi ka ebe Mnedebe ukwum di otuto. 14 Umu-ndikom nke ndi budalu i ebuda gabia runatabalu i isi; ndi nine nenili i gesekpulu n'ọbu-ukwu-i; fa gakpọ i Obodo Jehofa, Zaion nke Onye di Nsọ nke Israel. 15 Ebe arapugolu i arapu kpọ azi i asì, madu weghalu igafe i, agameme i ka ibulu ọkaka ebe-ebe, bulu ngoli nke imelime ndudugandu. 16 Igami azi ala mba-ga, la ala ndi-eze: igama azi na Munwa Jehofa bu onye-nzọputa-i, na onye-ngbapụta-i, Onye di Ike nke Jekob. 17 Kama ọna-ọku agameweta ọna-edo, kama ígwè agameweta ọna-ọca, kama osisi ọna-ọku, kama nkpuma ígwè: agameme azi ka ndi-isi-i bulu ndokwa, me azi ka ndi-nmegbu-i bulu ezi omume. 18 Amanunwozi ife-ike n'ani-i ọzọ, nke ananu nbibi na ntikpọ n'okè-ani-i-ga; ma igakpọ aja-odudo-i-ga Nzọputa, *kpọ* ọnu-uzọ-ilo-i-ga Otuto. 19 Anya-anwu amabunwozi ìfè-i ọzọ n'efifie; nke ọnwa nenye i ìfè dika ife nenwu enwu: ma Jehofa gabulu i ìfè ebe-ebe, Cuku-i abulu nmá-i. 20 Anya-anwu-i amada ada, nke ọnwa-i

naju nni: makana Jehofa gabulu ìfè-i ebe-ebe, ubọsi uru-i genwe isi-njedebe. 21 Ndi-i azi gabuzu ndi ezi omume, fa genwelu ani afu ebe-ebe; ngadaba nke ife ọkuku nkem, ọlu nke akam-ga, ka ewenyem otuto. 22 Nke ọbele *n'etiti fa* gabulu nnu nabọ na iruli, onye pekalisili abulu mba di ike: Munwa Jehofa geme ka ọme ngwa n'ọge-ya.

61 1 Mọ nke Dinwenu-ayi Jehofa di n'isim; makana Jehofa etegom ude izisa ozi ọma gwa ndi ebudalu ebuda; Ozigom ikebe obi etiwalu etiwa, ikwusa gwa ndi adọlu n'agha na fa enwelu onwefa, na imeghepulu ndi efielu agbu *uzọ unọ nga;* 2 ikwusa arọ nke iru-ọma Jehofa, na ubọsi ibọ ọbọ̀ nke Cuku-ayi; itasi ndi nine neru uru obi; 3 ikalu ndi neru uru na Zaion, inye fa ife ekike isi ka ọnọcie ntu-ọku, udé nke ngoli ka ọnọcie iru-uru, afe otuto ka ọnọcie mọ ike ọgwugwu; ka ewekpọ fa osisi nke ezi omume, ife ọkuku nke Jehofa, ka ewenye Ya otuto. 4 Fagalu zi ebe tọgbọ-ga-lu nkiti gboli, fa gedoni ebe bu-ga uzọ me nkpọnkpọ, fa galunwo obodo tọgbọ-ga-lu nkiti, ebe nkpọnkpọ nke imelime ndudugandu. 5 Ndi-ọbia gakwulu nazu ìgwè atulu na ewu unu, ndi ani madu gabu ndi ọlu ugbo unu nedozi azi fain-unu. 6 Ma agakpọ unu-nwa ndi ncu-aja nke Jehofa: agasi na unu bu ndi nejelu Cuku-ayi ozi: unu geli àkù nke mba-ga, n'otuto-fa ka unu gananya isi. 7 Kama ifele-unu *unu genwe* nmaji; kama imenye ifele n'iru fa gabuba abu ngoli nime òkè-fa: nyabu n'ani-fa fa genwelu nmaji: anuli ebe-ebe gadili fa. 8 Makana Munwa Jehofa fulu ikpe kwu ọtọ n'anya, akpọlum npum na ajọ omume asi; agamene fa ọlu-fa

n'ezi-okwu, Mu na fa geme àgbà ebe-ebe. 9 Agama nkpulu-fa n'etiti mba-ga, *ma* azi umu-fa n'etiti ndi *nine n'uwa :* ndi nine fulu fa gamata fa, na fanwa bu nkpulu Jehofa gọzigolu.

10 Agamegoli na Jehofa agadaga, nkpulu-obim gawuni n'aṅuli na Cukum; makana Ọciligo afe nzọputa yibem, Ogbobegom agbo ezi omume, dika onye nulu nwụnye ọfu si eke onweya ekike-isi dika onye ncu-aja, na dika nwunye anulu ọfu si ejikwasi onweya n'ife-ejiji-ya-ga. 11 Makana dika ani si eme ka ife nepu, na dika ugbo si eme ka ife akuga-lu nime ya pue; ọbu nọfu ka Dinwenu-ayi Jehofa geme ka ezi omume na otuto pue n'iru mba nine.

62 1 Maka ifi Zaion mmedelu du, maka ifi Jerusalem mmezu ike, genye mgbe ezi omume-ya gaputa ìfè dika onwu-malamala, nzọputa-ya azi dika ọku-ukpe nenwu enwu. 2 Mba gafu-ga ezi omume-i, ndi-eze nine gafu otuto-i: agagu i afa ọfu, nke ọnu Jehofa gagu. 3 Igabu azi okpu malu nmá n'aka Jehofa, na okpu eze n'aka Cuku-i. 4 Amakpọnwozi i Onye arapulu arapu; nke anakpọnwozi ani-i Nkpọnkpọ ebe: ma agakpọ i Hefziba, kpọ azị ani-i Beula: makana ife-i nasọ Jehofa, aganulu ani-i anulu. 5 Makana dika okolọbia si anulu nwa-agbọ, ọbu nọfu ka umu-i ndikom gesi nulu i: Cuku-i gewelu azi ngoli nke onye nulu nwunye ọfu ji goli n'aru nwunye ọfu ya wegolie n'aru i.

6 Akwubagom ndi nce n'enu aja-odido-i-ga, ngi Jerusalem; fa amedebe ọnu-fa du efifie ma-ọbu ucici: unu bu ndi necetalu Jehofa ife, edebekwananu ọnu du, 7 unu emekwana ka Ọdelu du, genye mgbe Ogeji me Jerusalem ka ọkwusie ike,

ka ọbulu azi otuto n'uwa. 8 Jehofa ewelugo akanni-Ya, na ọgwe-aka nke ume-Ya weṅua iyi, N'eziokwu Mmenyezi okili-i ka ọbulu nni ndi-ilo-i ọzọ; nke ndi ani madu nala manya-*fain*-i, nke idọgolu àkànyà maka ya: 9 ma ndi biajulu ya n'anuru geli ya, wetobe Jehofa; ndi kpokọbalu ya gala ya nime ogige ebe-nsọm.

10 Gafenu, gafenu n'ọnu-uzọ-ga, dozienu uzọ ndi *Israel;* kwanienu, kwanienu uzọ akwanili akwani; tutupunu nkpuma; kwubanu ọkọlọtọ n'enu ndi *nine n'uwa.* 11 Ne, na Jehofa emego ka anu ya genye n'ebe uwa jedebelu, si, Gwanu ada Zaion, Ne, na nzọputa-i abiana; ne, ugwọ-ya di n'akaya, ife ine-ọlu ya di n'iru ya. 12 Fa gakpọ fa Ndi di nsọ, Ndi Jehofa gbaputalu: agakpọ i Onye acọtalu acọta, Obodo anarapurọ arapu.

63 1 Onye di nwọ nke si n'Idom bia, gbo akwa nme-nme si na Bọzra puta? Onye a ekike-Ya bu sọ nma, nazọ ije n'imelime ike-Ya? Munwa onye nekwu n'ezi omume, di ike izọputanu. 2 Gini melu Iji aca nme-nme n'ekike-I, ákwà-I di azi ka onye nazọca n'ebe anàzọca manya fain? 3 Sọm ofu azọcago n'ebe anazọca manya *fain;* nime ndi *nine n'uwa* ọnwerọ madu ọbuna nọnyelum: eye, azọcalum fa n'iwem, zọpia azi fa n'ọnumam; ọbala-fa ka efewusalu n'akwam, emetọsigom afem nine. 4 Makana ubọsi ibọ-ọbọ di n'obim, arọ ngbaputam abiago. 5 Enelum anya, ọnwerọ ofu onye efu genye aka; ọgba-azi-lim ghali na ọnwerọ ofu onye efu gakwado akwado: akam wewetalum nzọputa; ọnumam azi, ya kwadolum. 6 Azọdalum ndi *nine n'uwa* n'iwem, me azi ka ọnumam negbu fa *ka manya,* Mwerupu bala-fa n'ani.

Digitized by Google

7 Agamefota afọ-ọma-ga nke Jehofa, *na* otuto Jehofa, ka ife nine Jehofa nyegolu ayi si di; na nuku idi-nma *Ogosili* n'ebe unọ Israel nọ, nke Ọnyegolu fa ka ebele-Ya si di-ga, ya na ka afọ-ọma-Ya si baka uba. 8 Makana Ọsi, N'ezi-okwu fanwa bu ndi nkem, umu ndi maneme uzọ así: Ọwebulu onye-nzọputa-fa. 9 Na nkpagbu-fa nine akpagbulu Ya, mọ-ozi nke iru-Ya wezọputa fa: ifu-n'anya-Ya na ebele-Ya ka Yanwa ji gbaputa fa; Okunie fa, kulu fa ogonogo ubọsi gbo nine. 10 Ma fanwa nupulu isi, wekpasue mọ-Ya di nsọ iwe: Owerughalia webulu onye-ilo-fa, Ya n'onweya wenuso fa ọgu. 11 Ndi-Ya weceta ubọsi gbo nke Moses, si, Kedu Onye si n'orimili nnu kpọgoputa fa na ndi nazu ìgwè atulu na ewu Ya? kedu Onye tinyelu mọ-Ya di nsọ n'etiti fa? 12 *kedu* Onye melu ka ọgwe-aka-Ya di otuto ga n'akuku aka-nni Moses? *kedu* Onye kewalu mili n'iru fa, ka Ọwemelu Onweya afa ebe-ebe? 13 *kedu* Onye dufelu fa n'ogbu mili-ga, dika anyinya nime ọfia kwu nkiti, fa weghalu isọ ngọngọ? 14 Dika ife-enunu nke nagbada nime mgbulugudu, mọ nke Jehofa melu ka fa zulu ike: ọbu nọfu ka Isi du ndi-I, ka Iwemelu Onwei afa malu nmá. 15 Si n'enu-igwe nedata anya, si azi n'ebe obibi nke idinsọ-I na otuto-I ne anya: kedu ekwolo-I na nuku ọlu-I-ga? akwusili afọ-ọma-I na ebele-i n'arum. 16 Makana Nginwa bu nna-ayi, ọbu ezie na Abraham amarọ ayi, Israel amamata iru-ayi: Nginwa, Jehofa, bu nna-ayi: onye-ngbaputa-ayi sitena gbo bu afa-I. 17 Jehofa, gini melu Iji dufue ayi u'uzọ-I-ga, me azi ka obi-ayi sie ike werapu egwu-I? Cigha maka ifi ndi-odibo-I, *bú* ebo nke ùkwù-I. 18 Ndi-I di nsọ nwe *ya* sọ nwa

ọge : ndi nemedide ayi azọdago ebe-nsọ-I. 19 Ayi nadi ka fa bu ndi Inacinurọ n'ọge gbo; dika ndi anakpọkwasirọ afa-I n'isi fa. 1 Buluzidu na
64 Igadọwara enu-igwe, *buluzidu* na Igezidata ezidata, ka ugwu weneruda eruda n'iru-I: 2 dika mgbe ọku nagba umu ọbele osisi, ọku neme azi ka mili nagbọ: ime ka ndi nemedide I malu afa-I, ka aru wemaba mba-ga nni n'iru I! 3 Mgbe Imelu ife di-ga egwu nke ayi naturọ anya fa, Izidatalu ezidata, ugwu neruda-ga eruda n'iru I. 4 Makana site gbo madu akanurọ, nke fa nege nti, nke anya nafunu Cuku ọzọ belu sọ I, nke nalulu onye nege ya ọlu. 5 Inezuta onye negoli neme azi ezi omume, ndi neceta I n'uzọ-I-ga: ne, Nginwa welu iwe, ayi weme njọ: *ayi anọgo* nime fa sitena gbo, agazọputakwa ayi? 6 Makana ayi nine nadi ka onye lulu alu, ezi omume-ayi nine di ka afe metọlu emetọ: ayi nine nakpọnwusi dika akwukwọ osisi; ajọ omume-ayi, dika ikuku, nebupu ayi. 7 Ọnwerọzi onye ọbuna nakpọku afa-I, nakpọte onweya ijide I n'aka: makana Izonarigọ ayi iru-I, sitena aka ajọ omume-ayi-ga ka Igbazego ayi. 8 Ma kita, Jehofa, Nginwa bu nna-ayi; ayinwa bu ulọ, Nginwa bu onye nakpu ayi; ayi nine bu ọlu aka-I. 9 Jehofa, ewekwana ajọ iwe nọ, nke Ineceta ajọ omume ọkpu: ne, ka Ifu, ayi nayọ I, ayi nine bu ndi-I. 10 Obodo nsọ I-ga emego ọfia kwu nkiti, Zaion emego ọfia kwu nkiti, Jerusalem me nkpọnkpọ obodo. 11 Unọ-ayi nke di nsọ na nke malu nmá, ebe nna-ayi-fà neto I-li, ka esulesili ọku; ọmalica ife nine nke nasọ ayi usọ ka emelu ebe tọgbọlu nkiti. 12 Jehofa, Igebìdo Onwei maka ifi ife ndia? Igedelu du, nebuda ayi agadaga ka?

Digitized by Google

65 1 Ndi najurọ ajuju naju asem; ndi nacọrọm nafum: Asim mba ndi anakpọkwasirọ afam, Nem, nem. 2 Asapugolum ndi rapulu uzọm akam ogonogo ubọsi nine, nke naga n'uzọ nke nadirọ nma, neso ilolo aka fa; 3 ndi nke nakpasum iwe n'irum mgbe nca, nacu aja n'ugbo-ga, nesule ife ísì usọ n'enu ukpolo brik; 4 ndi nanọ n'etiti ini-ga, nanwu ula n'ebe di-ga nzuzo; ndi neli anu ezì, ofe nke ife alu-ga di n'aya-fa-ga; 5 ndi nasi, Kwululu onwei, akpudebenam, makana adikalilim i na nsọ: ndia bu anwulu n'imim, *bulu* ọku nenwu enwu ogonogo ubọsi nine. 6 Ne, edelu ya n'irum: Mmedebe Onwem du, ma agamakwucigha, eye, agamakwucigha n'akpa-fa, 7 ajọ omume aka unu, nyelu ajọ omume nna-unu-fà azi, ka Jehofa kwulu, ndi sulegolu ife ísì usọ n'enu ugwu-ga, nakpali-azim n'enu ngongo-ga: nyabuna agamebu uzọ sìgodu ọlu-fa n'akpa-fa.

8 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Dika etu esi afu manya-fain ọfu n'akpa fain, ofu onye anasi, Emebi-kwana ya, makana ngọzi di ya: nọfu ka Mgeme maka ifi ndi-odibom, ka Mweghalu imebisi fa nine. 9 Agamesi na Jekob weputa ofu nkpulu, si azi na Juda weputa onye genwelu ugwum-ga: ndi nkem Mrọtalu genwelu ya, ndi-odibom gebi n'ebe afu. 10 Ṣeron gabu ebe ita nni nke ìgwè atulu na ewu, mgbulugudu Ekọ gabu ebe ife-enunu gedina ani, maka ndi nkem ndi cọtagolum. 11 Ma unu bú ndi rapulu Jehofa, ndi cezọlu ugwum di nsọ, ndi dozili Gad tebel, gbajue manya agbagwalu agbagwa nye Meni; 12 agameweputa unu n'usọ inye nmà-agha, unu nine gerube ka egbusisie unu: makana mgbe Mji kpọ oku, unu azarọ; mgbe Mji kwue okwu, unu anurọ; ma unu

melu ajọ ife n'anyam, naralu azi ife nke danasọm.

13 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si, Ne, na ndi-odibom ganeli ife, ma agu ganagu ununwa: ne, na ndi-odibom ganala ife ọlila, ma akpili gakpọsi ununwa nku: ne, na ndi-odibom gañuli añuli, ma ageme ka ifele me ununwa: 14 ne, na ndi-odibom ganabu abu ngoli makana obi-fa di nma, ma ununwa ganakwa ákwá maka ife nwute nke obi, naci azi ákwá makana obi-unu tiwalu etiwa. 15 Unu garapulu ndi Mrọtalu afaunu ka ọbulu íyí, Dinwenu-ayi Jehofa gegbu i; Ọgakpọ ndi-odibo-Ya afa ọzọ: 16 nyabu na onye nagọzi onweya n'uwa gagọzi onweya nime Cuku nke ezi-okwu; onye nañu iyi n'uwa gewelu Cuku nke ezi-okwu ñua; makana ecezọgo nkpagbu nke mba-ga, ya na makana ezonarigo fa n'anyam. 17 Makana, ne, ekem enu-igwe ọfu na uwa ọfu: amecetazi ife mbu-ga, nke fa nabata n'obi. 18 Ma negolinu nawuninu n'añuli ọkpu tọl'ọkpu n'ife Munwa kelu eke: makana, ne, ekelum Jerusalem ka ọbulu ife iwuni n'añuli, na ndiya ka fa bulu ife ngoli. 19 Agamawuni n'añuli na Jerusalem, golie azi na ndi nkem: amanunwozi onu ikwa-ákwá nime ya, nke ananunwozi onu nkpu. 20 Nwa ọfu nwuculu anwucu amadinwozi sitena ebe afu, nke agadi natọsirọ ubọsi-ya nadi ya: makana nwata gagba ọgu arọ ise wenwuru, onye njọ gbalu ọgu arọ ise agakpọ ya iyi. 21 Fa galu unọ, bili *nime fa;* fa galu ugbo fain, laca nkpulu di nime fa. 22 Fa amalu *unọ*, madu ọzọ ebicie; fa amaku, madu ọzọ elie: makana ka ubọsi osisi si di nọfu ka ubọsi ndi nkem di, ndi Mrọtalu geji-ka ife aka-fa lụtalu.

23 Fa amadọ àkànyà na nkiti, nke fa namutalu egwu ntumade umu; makana fanwa bu nkpulu nke ndi agọzili n'aka Jehofa, fa na umu fa mutalu. 24 Ọgeme azi na, tupu fa akpọ, Munwa gaza; n'ebe fanwa nekwu ekwu, Munwa ganu. 25 Ufu na nwa atulu ganatakọ nni ọnu, agaba ganata afifia dika efi: uzuzu gabu azi nni agwọ. Fa amemelu aru nke fa nemebi n'ugwum nine di nsọ, ka Jehofa kwulu.

66 1 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Enu-igwe bu ukpom, uwa bu ife igbakwasi ukwum: kedu etu unọ unu galulum? kedu ebe gabu ebe izuluikem? 2 Makana ife nine ndia ka akam megolu, ife nine ndia wedi, ka Jehofa kwulu: ma madu nka ka Mgene anya, *bú* onye ebudalu ebuda nke ecifialu mọ-ya ecifia, onye aru nama azi nni n'okwum. 3 Onye gbulu efi *di ka* onye gbulu madu; onye ji nwa atulu cu aja *di ka* onye kpajili onu nkita; onye culu aja nni *di ka onye culu* ọbala ezì; onye nesule frankinsens ka ọbulu ife nceta *di ka* onye nagọzi alusi: eye, fanwa aralugo uzọ aka fa-ga, ife-alu-fa nasọ-ga nkpulu-obi-fa usọ; 4 Munwa azi garalu imu-amu-fa, me ka egwù-fa dakwasi fa; makana mgbe Mji kpọ oku, ọnwerọ onye zalu; mgbe Mji kwue okwu, fa anurọ: ma fa melu ajọ ife n'anyam, naralu azi ife nadasọm usọ

5 Nulunu okwu Jehofa, unu ndi aru nama nn n'okwu-Ya: Umu-nna-unu ndi kpọlu unu asì, ndi kwapulu unu maka ifi afam, ekwugo, si, Ka eme ka Jehofa nwe otuto, ka ayi wefu anuli-unu; ma ageme ka ifele me fa n'onwefa. 6 Onu nkpọtu *naraputa* n'obodo, onu *naraputa* n'unọ nsọ, onu Jehofa Onye nakwucigha ndi-ilo-Ya ugwọ 7 Tupu ime emebe ya, ọmuputalu nwa; tupu

olobe ya ilo, ọmulu nwa-nwoke. 8 Onye nunulu etu ife di nọfu? onye funulu etu ife di-ga nọfu? Agamusi ofu ani n'ofu mbọsi? agamuputa ofu mba n'ofu nje? makana aka ime ji mebara Zaion, ọmuputa umu-ya. 9 Munwa geme ka nwa lue ogo ọmumu, ghalu ime ka amuputa amuputa ka? ka Jehofa kwulu: Munwa Onye neme ka amuputa nwa gemeci *akpa-nwa* ka? ka Cuku-i kwulu.

10 Solunu Jerusalem ṅuliba, negolinu ngoli maka ya, unu ndi nine fulu ya n'anya: solunu ya golibe ngoli, unu ndi nine nerulu ya uru: 11 ka unu wela ala ntasi-obi-ya-ga afọ fa eweju unu; ka unu wepiputa ala, imelime nuku otuto-ya ewesọ unu usọ. 12 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu, Ne, agamagbatipulu ya ndokwa dika orimili, otuto mba-ga dika mili-iyi lujulu eluju, unu gala azi *nime ya;* agẹku unu n'akuku, natughali unu na nkpili-ukwu. 13 Dika onye nne-ya natasi obi, ọbu nọfu ka Munwa gatasi unu obi; agatasi azi unu na Jerusalem. 14 Unu gafu azi *ya,* obi-unu gegoli, ọkpukpu-unu azi ganeso dika afifia pulu ọfu: agama aka Jehofa n'ebe ndi-odibo-Ya nọ, Ọgewewusa ndi-ilo-Ya nuku iwe. 15 Makana, ne, na Jehofa geji ọku bia, ugbọ-ani-Ya gadi-ga ka oke ifufe; iji ọnuma wenyecigha iwe-Ya, welu azi ilele ọku wenyecigha iba-nba-Ya. 16 Makana Jehofa geji ọku, na nmà-agha, wekpe madu nine ikpe: ndi Jehofa gegbu geri nne. 17 Ndi dolu onwefa nsọ wuca azi onwefa *iba* nime ugbo-ga, n'azu ofu *osisi* di n'etiti, neli anu ezì, na ife alu, na owi; fa genwekọdo ofu isi-njedebe, ka Jehofa kwulu. 18 Makana Munwa *malu* ọlu-fa-ga na ilolo-fa-ga: *ọge* abiana, ka Mgekpokọba ha nine na ile nine; fa gabia, gafu otutom.

19 Agamedebe ife arima n'etiti fa, agamezi ndi gbapulu n'etiti fa jeku mba-ga, *jeku* Taṣiṣ, na Pul, na Lud, ndi nagba uta, *jeku* Tubal na Jefan, *jeku* agwe-etiti di n'ọte-aka ndi nanunurọ udem, nke fa nafunu otutom; fa gegosi otutom n'etiti mba-ga. 20 Fa gesi na mba nine kpọputa umu-nna-unu nine ka fa bulu ife utu inye Jehofa, n'enu anyinya-ga, na ime ugbọ-ani-ga, na ime àkwà-obu-bu, na enu anyinya-miul, na enu anu di ngwa, webia n'ugwum di nsọ *bú* Jerusalem, ka Jehofa kwulu, dika etu umu Israel si ebuta ife utu nime unọ Jehofa n'ife di ọca. 21 Nime fa azi ka Mgewe ndi gabu ndi ncu-aja *na* ndi gabu ndi Lifai, ka Jehofa kwulu. 22 Jehofa si, Makana etu enu-igwe ọfu na uwa ọfu, nke Munwa geke, gesi kwudide n'irum, ọbu nọfu ka nkpulu-unu na afa-unu gesi kwudide. 23 Ọgeme azi, na sitena ofu ọnwa ọfu genyena nke ọzọ, na sitena ofu sabat genyena nke ọzọ, ka madu nine gabia isekpulu n'irum, ka Jehofa kwulu. 24 Fa gapu ilo, gekilie ozu ndi jefielu medidem: makana aruru-fa amanwu anwu, nke anemenyu ọku-fa emenyu; fa gabu ife di izize n'ebe madu nine nọ.

AKWUKWỌ AMUMA

JEREMAIA.

1 1 Okwu Jeremaia nwa Hilkaia, ofu nime ndi ncu-aja ndi bi n'Anatot n'ani Benjamin: 2 onye okwu Jehofa biakutelu n'ubọsi Josaia nw-

Amon, eze Juda, n'arọ nke-ili-na-itọ nke ọcici-ya. 3 Obia-azi-li n'ubọsi Jehoiakim nwa Josaia, eze Juda, genye n'isi-njedebe arọ nke-ili-na-ofu nke Zedekaia nwa Josaia, eze Juda; genye n'ọge ọdidọ-n'agha Jerusalem n'ọnwa nke-ise.

4 Okwu Jehofa webiakutem, si, 5 Tupu akpuam i n'afọ amalum i, edogom i nsọ tupu isi n'afọ puta; ewelugom i nye ka ibulu mba nine amuma. 6 Mwesi, A, Dinwenum Jehofa! ne, amarọm ekwu okwu: makana munwa bu nwata. 7 Jehofa wesim, Asikwana, Munwa bu nwata: makana onye ọbuna Mgeziga i jeku igeje, ife ọbuna Mgetili i n'iwu igekwu ya. 8 Atukwana egwu iru-fa: makana Munwa nọnyelu i inaputa i, ka Jehofa kwulu. 9 Jehofa weseputa aka-Ya, lutum n'ọnu; Jehofa wesim, Ne, etinyegom okwum n'ọnu-i: 10 ne, ecigom i tata ka ibulu isi mba-ga na ani-eze-ga, iropu na itikpọpu, ibibi na ikwatu; ilu *unọ*, na ikunye ife.

11 Okwu Jehofa webiakutem, si, Jeremaia, gini ka nginwa fulu? Mwesi, Munwa fulu ọkpọsi nke osisi almond. 12 Jehofa wesim, Ifugo ọfuma, makana Munwa nece okwum nce imezu ya. 13 Okwu Jehofa webiakutem nke ugbolo nabọ, si, Gini ka nginwa fulu? Mwesi, Munwa fulu ite eji esi ife; iru-ya nesi n'Ugwu aputa. 14 Jehofa wesim, Site n'Ugwu ka ajọ ife gesi wakwasi ndi nine bi n'ani a. 15 Makana, ne, agamakpọ ebo nine nke ani-eze di-ga n'Ugwu, ka Jehofa kwulu; fa gabia azi, fa gadọba ukpo-fa ebe onye anọna na nbanye nke ọnu-uzọ-ilo Jerusalem-ga, na imedide aja-odido-ya nine okilikili, na obodo Juda nine. 16 Mu na fa gekwu maka ikpem medide ajọ ife-fa nine; makana fa agbanarigom, sulelu cuku ọzọ-ga àjà

ife ísì usọ, nesekpulu ife fa ji aka-fà wekpu-ga. 17 Nyabu nginwa fiedo ume-i, binie, gwaba fa ife nine Munwa tigolu i n'iwu: ka obi-i ghalu imebi n'iru fa, maka Mu eme ka obi-i mebie n'iru fa. 18 Makana, ne, Munwa emego i tata ka ibulu obodo egwurubelu iga, na ide ígwè, na aja-odidoga nke eji ọna-ọku welu, imedide ani a nine, imedide ndi-eze Juda, na ndi-isi-ya, na ndi-ncu-aja-ya, na ndi ani a. 19 Fa ganuso azi i ọgu; ma fa amakali i: makana Munwa nọnyelu i inaputa i, ka Jehofa kwulu.

2 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Jebe, kpọba nkpu na nti *ndi* Jerusalem, nasi, Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Ecetalum n'ebe inọ afọ-ọma inwelu na nwata, na ifu-n'anya iji ka anubatalu i ọfu; ka isi esom-li nime ọfia kwu nkiti, n'ani anakurọ ife ọbuna. 3 Israel *buli* ife edolu Jehofa nsọ, nkpulu izizi nke nmasi-Ya: agama ndi nine nelicapu ya ikpe; ajọ ife gekwudo fa, ka Jehofa kwulu.

4 Nulunu okwu Jehofa, unu unọ Jekob, na ezina-unọ nine nke unọ Israel: 5 nọnwọ ka Jehofa kwulu, si, Kedu ajọ omume nna-unu-fà fulu n'arum, fa ji gbate aka n'ebe Mnọ, nejeso ife nkiti, bulu azi ife nkiti? 6 Ma fa asirọ, Kedu Jehofa nke kpọgoputalu ayi n'ani Ijipt; dulu ayi gasia ọfia kwu nkiti, ani nke bu sọ ọzala na onunu-ga, ani ọkpọnku na nke onyinyo ọnwu, ani madu nadagafe, na ebe madu nebirọ? 7 Mwekpọbata unu n'ani ife namasi, ili nkpulu na ezi ife di ya; ma ka unu banyelu *ya*, unu melulu anim, me ka ùkwù nkem bulu ife alu. 8 Ndi ncu-aja asirọ, Ebe ka Jehofa nọ? ndi nkuzi iwu amarọzim: ndi p

zù azù nejefie medide-azim, ndi-amuma welu Beal nama, nejeso *so* ife manaba n'ife. 9 Nya ka Mu na unu geji lulili uka, ka Jehofa kwulu, Mu na umu umu-unu galulita azi uka. 10 Makana fenu n'agwe-etiti-ga nke Kitim, ka unu fu; ziga-azi-nu na Kida, nelonu uce-unu ọfuma; ka unu fu ma ife di nọfu dinu. 11 Ọnwelu mba ọbuna nagha cuku-*fa*-ga, ọbu ezie na fa aburọ cuku nca? ma ndi nkem ewelugo otuto-fa ghalu ife manaba n'ife. 12 Unu enu-igwe, ka ọtu unu n'anya bú ife a, ka agadaga ujọ ghọlu unu, kpọnu ajọ nku, ka Jehofa kwulu. 13 Makana ndi nkem emego uzọ ajọ ife nabọ; fa agbanarigo Munwa bu isi-iyi nke mili *nenye* ndu, waputalu onwefa onunu mili, onunu mili tipulu etipu, mananado mili. 14 Israel bu órù ka? ọbu órù unọ ka? gini melu oji bulu ife nkwali? 15 Umu agaba nagbọ ya uja, onu-fa nara: fa emego ka ani-ya bulu nkpọnkpọ ani; esulesigo obodo-ya-ga ọku, fa enwerọ onye obi. 16 Umu Nof na Tapanez azi ka eji opun'isi-i azu. 17 Ilutarọlu onwei nka, n'iju Jehofa Cuku-i, mgbe Onedu i n'uzọ? 18 Kita azi gini ka ineme n'uzọ Ijipt, n'ila mili-ga nke Saihoa? ka-ọbu gini ka ineme n'uzọ Asiria, n'ila mili Orimili afu? 19 Ajọ ife-i gagbazili i, ndacigha-i gabalu i nba: nyabu malu fu azi na ọbu ajọ ife bulu azi ife di inu, na igbanarili Jehofa Cuku-i, na egwum adirọ n'aru-i, ka Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, kwulu. 20 Makana sitena ọge gbo akpajilim ukpako-onu-ọlu-i, tibesia agbu-i-ga; iwesi, Mmefezi nru; makana n'enu ngongo nine di enu na okpulu osisi ndu nine, nginwa runatalu onwei, nayi ọyi. 21 Ma Munwa kulu i-li ọmalica fain, nkpulu dizu nma: kezi ka isi rughalia

bulum órù fain nke ani madu? 22 Makana ọbulugodu na iji soda wu aru, welu azi ọtutu nca, ma akala ajọ omume-i di n'irum, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 23 Kedu ka igesi si, Emelurọm onwem, ejesorọmli Bealim? ne uzọ-i na mgbulugudu, malu ife imelu: *ibu* nwa-agbọ kamel di nkọ, nagbaghali n'uzọ-ya-ga; 24 anyinya ọfia malu ọfia kwu nkiti aka, nke nekulu ikuku n'ọcicọ nke nkpulu-obi-ya; onye gacucigha ya n'ọge-ya? ndi nine nacọ ya amemenata ka ike gwu fa; ọnwa-ya lue fa gafu ya. 25 Debe ukwu-i n'eyipu akpukpọ-ukwu, debe akpili-i n'akpọ nku: ma isili, Ncekwube adirọ: mba; makana afulum ndi-ọbia n'anya, fa ka mgeso azi. 26 Ka ifele si eme onye ori ma afu ya, nọfu ka unọ Israel si eme ifele; fanwa, ezè-fa, ndi-isi-fa, na ndi-ncu-aja-fa, na ndi-amumafa; 27 ndi nasi osisi, Nginwa bu nnam; na nkpuma, Nginwa mutalum: makana fa agbakutagom azu, fa edorọm iru: ma n'ọge afufu-fa fa gasi, Binie, zọputa ayi. 28 Kezi cuku-i-ga nke ikpulu onwei? ka fa binie, ma ọbuluna fa gazọputa i n'ọge afufu-i: makana ka ọnu-ọgu obodo-i ra ọbu nọfu ka ọnu-ọgu cuku-i ra, ngi Juda.

29 Gini melu unu ji alusom uka? unu nine ejefiego medidem, ka Jehofa kwulu. 30 Na nkiti ka Mtili umu-unu aka; fa anatarọ idọ-nti ọbuna: nmà-unu eligo anu ndi-amuma-unu, dika agaba nebibi ebibi. 31 Unu ndudugandu, ununwa ne okwu Jehofa. Abulumli Israel ọfia kwu nkiti? ka-ọbu ani oke ọcici? maka gini ka ndi nkem ji asi, Ayi tibelu etibe; ayi amabiakutenwozi I ọzọ? 32 Nwa-agbọ gelozọ ife-ekike-ya, ka-ọbu na onye anubatalu ọfu *gelozọ* akwa-nfiedo-ya ka? ma ndi nkem elozọgom ubọsi aguta ọnu. 33 Ke-

du ka isi dozi uzọ-i icọ ifu-n'anya ! nyabu ọburabagodu ajọ umu-nwayi ka ikuzigolu uzọ-i-ga. 34 Afugo azi ọbala nke nkpulu-obi ndi ọgbenye nemerọ ajọ ife n'ákwà-i : afurọm ya n'ebe egwulu aja, ma n'ákwà nine ndia. 35 Ma ikwulu, si, Emerọm ajọ ife ; ezie ewerukago iwe-Ya n'ebe mnọ. Ne, agamakpọlu i je n'ikpe, makana inasi, Emerọm njọ. 36 Kedu ka isi agbakili ani irughali uzọ-i ? igeme-azi-li Ijipt ifele, etu isi wemelu Asiria ifele. 37 Igesi na nke ya puta azi, bo aka n'isi : makana Jehofa ajugo ife-ncekwube-i-ga, ọmagalu i ọfuma nime fa

3 1 Si, Ọbuluna nwoke acupu nwunye-ya, onirili ya, je gabulu nwunye onye ọzọ, nwoke afu gabuzi di-ya ọzọ ka ? amemelu ani afu agadaga ka ? Ma nginwa ayisogo imelime ndi-ọyi ọyi ; ka osina di cighakutem, ka Jehofa kwulu. 2 Wenie anya-i na ngongo kwu nkiti, ka ifu ; kedu ebe anedinanyerọlu i ? N'ikpele uzọ ka inọ nege fa, dika onye Arebia nọ n'ọfia kwu nkiti ; iwelugo iyi-ọyi-i na ajọ ife-i wemelụa ani a. 3 Nyabuna azọdogo nṣanṣa mili, mili ikpe-azu ezorọzi ; ma inwelu egedege-iru nwayi nayi ọyi, iweju ime ifele 4 Imesi kita kpọbam, si, Nnam, Nginwa bu onye ndum ka mdi na nwata ? 5 Ogejilili *iwe-Ya* ebe-ebe ka ? Ọgedebedide ya ọkpu ka ? Ne, ikwugo *nọnwọ*, ma imego ajọ ife-ga, iwenwe ike.

6 Jehofa wesim n'ubọsi eze Josaia, Ifugo ife Israel nke nadacigha azu melu ? yanwa arọgogo n'enu ugwu nine di enu na okpulu osisi nine di ndu, nayi ọyi n'ebe afu. 7 Ka ọmesili ife nine ndia Mwesi, Ka ocighakutem ; ma ocigharọ : nwanne-ya nwayi bu Juda onye aghughọ wefu. 8 Mwefu, na nigbe Mcupusili Israel nke daci-

ghalu azu nyesia ya akwukwọ ncupu, maka sọsọ nka na ọyili ọyi, na nwa-nne-ya nwayi bú Juda onye aghughọ aturọ egwu; ma yanwa azi jelu gayiba ọyi. 9 Oluzia sitena ọyi ọnayi n'agbanyezi ife, emelua ani, ọweyisobe nkpuma na osisi-ga ọyi. 10 Ma nime ife nine nunwa nwa-nne-ya nwayi bú Juda onye aghughọ ejirọ obi-ya nine cighakutem, ma ọji okwu asi, ka Jehofa kwulu. 11 Jehofa wesim, Israel nke dacighalu azu egosigo onweya onye ezi omume kalia Juda onye aghughọ. 12 Je, gedo iru n' Ugwu wekwusa okwu ndia si, Cigha, ngi Israel nke dacighaluli azu, ka Jehofa kwulu; Mmeji iwe wenekwasi unu anya: makana Munwa bu onye afọ-ọma, Mmedebe *iwem* ebe-ebe, ka Jehofa kwulu. 13 Ọbu sọ malu ajọ omume-i, na ijefiego medide Jehofa Cuku-i, wasasialu ndi-ọbia uzọ-i n'okpulu osisi ndu nine, ma unu anurọ onum, ka Jehofa kwulu. 14 Cighanu, unu umu dacighalu azu, ka Jehofa kwulu; makana Munwa bu diunu: agamewelu unu ofu n'ofu obodo, ibọa n'ofu ezi-na-unọ, agamakpọta unu na Zaion: 15 agamenye unu ndi nazu azu ndi di nma n'obim, ndi geji ife ọmuma na nghọta wezù unu. 16 Ọgeme azi, mgbe unu bawanyelu muba ọ̀mùmù n'ani, n'ubọsi afu-ga, ka Jehofa kwulu, fa amekwunwozi ọzọ, si, Akpati àgbà Jehofa; nke ọnabata n'obi-fa: nke fa neceta ya; nke fa neneta ya; nke anemezi nke afu ọzọ. 17 N'ọge afu fa gakpọ Jerusalem ukpo Jehofa; mba nine gagbakọba na ya, n'afa Jehofa, na Jerusalem: ma fa amakpasonwozi isiike nke ajọ obi-fa. 18 N'ubọsi afu-ga unọ Juda na unọ Israel gayili neje, fa gesi n'ani Ugwu putabia n'ani Mnyelulinna-unu-fàkaọbulu ùkwù-fa. 19 Ma Munwa kwulu, si, Kezi ka Mgesi tinye i n'etit'

umum, nye i ani anaco aco, ùkwù kasi nma nke mba-ga? Mwesi, Unu gakpom Nnam; unu amerughalizi n'isom. 20 N'ezi-okwu ka nwayi si eji aghugho agbanari di-ya, obu nofu ka unu si mem ife aghugho, unu uno Israel, ka Jehofa kwulu. 21 Anulu ofu onu n'enu ngongo kwu-ga nkiti, ákwá *na* ayiyo-ga nke umu Israel; makana fa agbagogo uzo-fa, fa ecezogo Jehofa Cuku-fa. 22 Cighanu, unu umu dacighalu azu, agamazo azu unu dacighalu. Ne, ayi abiakute I; makana Nginwa bu Jehofa Cuku-ayi. 23 Ezie *inye-aka nke anatu anya-ya* sitena enu ngongo-ga bu ife neloro elo, *nya lu* nkpotu n'enu ugwu-ga: n'ezi-okwu nzoputa nke Israel di n'aka Jehofa Cuku-ayi. 24 Ma ife ifele afu elicapugo àkànyà nna-ayi-fà dotalu site ka ayi di na nwata; ìgwè atulu fa na ìgwè efi fa, umu-fa ndikom na umu-fa umu nwayi. 25 Ka ayi dinalue ani n'ifele-ayi, ka ifele emenyelu ayi n'iru kpudo ayi: makana ayi emego njo medide Jehofa Cuku-ayi, ayinwa na nna-ayi-fà, site ka ayi di na nwata genye n'ubosi tata: ayi anunuro onu Jehofa Cuku-ayi.

4 1 Ngi Israel, obuluna igecigha, ka Jehofa kwulu, Munwa ka igecighakute: obulu azi na igekporuka ife-alu-i-ga n'irum, ameropu i; 2 igaṅu azi iyi, Etu Jehofa difu ndu, n'ezi-okwu, na ikpe, na ezi omume; mba *nine* gagozi onwefa na Ya, fa geji Ya nanya isi.

3 Makana nonwo ka Jehofa gwalu ndi Juda na Jerusalem, Lucanu ogbo-unu, ka unu ghalu igha *nkpulu* n'etiti ogwu. 4 Benu onweunu ugwu nye Jehofa, benu onweunu ugwu n'obi, unu ndi Juda na ndi bi na Jerusalem: maka onumam enwupu ka oku, lebe nke onye obuna manemenyu emenyu,

maka ifi ajọ ife nke omume-unu-ga. 5 Gosinu na Juda, menu ka anu ya na Jerusalem; nasi, Gbuenu opi n'ani a: kpọsibenu nkpu ike nọsi, Gbakọbanu, ka ayi je n'obodo egwurube-ga-lu iga. 6 Kwubanu ọkọlọtọ ka odo Zaion iru: gbanabanu, akwukwananu: makana Munwa gesi n' Ugwu weta ajọ ife, na agadaga ntikpọ. 7 Ofu agaba esigo n'ugboko-ya rọgo, bú onye nbibi mbaga; ọnọ n'uzọ, osigo n'ebe ọnọ puta; ime ani-i nkpọnkpọ ani, ka obodo-i-ga wetọgbọlu nkiti, enwe onye obi. 8 Maka ifi nka jelunu akwa uju, rube uru, ciba ákwá: makana iwe di ọku nke Jehofa akeripurọ n'aru-ayi. 9 Ọgeme azi n'ubọsi afu, ka Jehofa kwulu, obi eze gana n'iyi, na obi ndi-isi; ọgatu ndi ncu-aja n'anya, gba ndi-amuma ghali. 10 Mwesi, A, Dinwenum Jehofa! ezie Ilafugo ndi nka na Jerusalem agadaga, nasi, Unu genwe ndokwa; ma nmà lulu na nkpulu-obi. 11 N'ọge afu ka agagwa ndi nka na Jerusalem, Ifufe di ọku *gesi* n'enu ngongo kwu-ga nkiti n'ọfia kwu nkiti *fe* n'ebe ada ndi nkem nọ, ọburọ ifuca afuca, nke ọnabu iyọca ayọca; 12 oke ifufe ka etu afu n'ike gabialum: kita azi Munwa gagwa fa okwu ikpe. 13 Ne, ọgarọgota ka igwe oji, ugbọani-ya *gadi-ga* ka oke ifufe: anyinya-ya ka-ga ugo na nkọ. Afufu gadili ayi! makana emebisigo ayi. 14 Ngi Jerusalem, wucapu obi-i n'ajọ ife, ka ewezọputa i. One mgbe ka ajọ ilolo-i-ga ganọdebe nime i? 15 Makana onu si na Dan puta negosi, neme ka anu ife neloro elo sitena ngongoga nke Ifraim: 16 menu ka mba-ga ceta; ne, menu ka Jerusalem nu, *na* ndi nce si n'ani telu aka webia, me ka onu-fa nara medide obodo di-ga na Juda. 17 Fa nọrubelu ya okilikili dika nc

nedebe ugbo.; makana ọnupulu isi n'okpulum, ka Jehofa kwulu. 18 Uzọ-i na omume-i-ga alutagolu i ife ndia; nka bu ajọ ife-i; makana ọdi inu, makana olulu nime nkpulu-obi-i.

19 Afọm, afọm! onegbum ngbu nime obim; obim nakpọtu nkpọtu nimem, mmedelu du; makana inugo, ngi nkpulu-obim, onu opi, nkpu agha. 20 Ntikpọ kwulu ntikpọ ka anakpọ; makana ani a nine emebisigo: ikwu nkem mebili na ntumade, akwa-ngbodom n'ofu nje. 21 One mgbe ka mgeji fudebe ọkọlọtọ, nu onu opi? 22 Makana ndi nkem bu ndi nkafie, fa amarọm; fanwa bu umu nasọkwu nsọkwu, fanwa enwerọ nghọta: fanwa bu ndi amamife ime ajọ ife, ma fa amarọ eme ezi ife.

23 Afulum uwa, ne, ọtọgbọlu kponcala tọgbọlu nkiti azi; *afu-azi-lim* enu-igwe-ga, fa enwerọ ìfè. 24 Afulum ugwu-ga, ne, aru nama fa nni, ngongo nine namarube. 25 Afulum, ne, madu anọrọ, nnunu nine nefe n'enu fenabasia. 26 Afulum, ne, ani nke namasi nni bulu ọfia kwu nkiti, etikpọcasia obodo nine di ya n'iru Jehofa, na iru iwe-Ya di ọku. 27 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu, ani nine gabu nkpọnkpọ ani; ma Mmeme ka ọgwusia nca. 28 Maka ifi nka uwa geru uru, igwe di-ga n'enu geji nji: makana ekwugom, ezubegom, elogha-azim, nke Mgericigha azu n'ime ya. 29 Ka obodo a ra gbapulu n'onu ndi anyinya bu na nke ndi-ọgba-uta; fa jebe n'ugboko, naligo n'enu nkpuma-ga: agbabogo obodo nine, ọnwerọ onye ọbuna bi fa. 30 Nginwa azi, mgbe emebisili i, gini ka igeme? Ọbulugodu na iyikwasili onwei akwa nme-nme, ọbulugodu na ineji ife-ekike ọnaedo eke onwei, ọbulugodu na iji ọtanjele eme ka

anya-i riwanye nne, na nkiti ka inaco nmá; ndi-oyi-*i* neneni i, fa naco ndu-i. 31 Makana anugom onu dika *onu* nke nwayi ime neme, ife olulo dika nke onye muputalufu nwa izizi, onu ada Zaion, nke neku ike ike, nke nasa aka-ya, *nasi*, Afufu dilim kita! makana ufu ndi ocu nekpu nkpulu-obim.

5 1 Gbaghalibanu n'ilo Jerusalem, funu, malu-azi-nu, coba-azi-nu n'onu-ilo di-ga ya, ma unu gafu ofu madu, ma onwelu ofu onye nekpe ikpe *kwu oto*, nke naco ezi-okwu; agamagbaghalu azi obodo a. 2 Obu ezie na fa nasi, Etu Jehofa difu ndu; ezie fa nanu iyi asi. 3 Ngi Jehofa, anya-I adiro n'ebe ezi-okwu di ka? Itigo fa aka, ma owutaro fa; Imego ka fa ta aru, ma fa aju inalu ido-nti: fa megolu ka iru-fa sikalia nkpuma n'ike; fa ajugo icigha azu. 4 Munwa wesi, Ezie ndia bu ndi nenwero ike: fa bu ndi nsokwu; makana fa amaro uzo Jehofa, *nke fa nama* ikpe Cuku-fa: 5 ka mjeku ndi nuku madu, gwa fa okwu; makana fanwa malu uzo Jehofa, na ikpe Cuku-fa. Ma ndia ewelugo ofu obi kpajie ukpako-onu-olu-*fa*, tibesia agbu-*fa*-ga. 6 Nya ka agaba si n'ugboko puta geji gbusisia fa, ufu bi n'ozala gemebi fa, awolo ganece obodo-fa-ga nce, agadolisi onye obuna si nime fa pua: makana njefie-fa abaka, ndacigha-fa neriwanyelili nne. 7 Kezi ka Mgesi gbaghalu i? umu-i agbanarigom, welu *ife* naburo cuku nanu iyi: mgbe Mnyejulu fa afo, fa ayiba oyi, nagbakoba n'uno umu nwayi nayi oyi. 8 Fa nadi ka anyinya azulu ofuma si adi n'ututu: ebe onye anona onebeso nwunye madu-ibe-ya. 9 Mmeneta maka ifi ife ndia ka? ka Jehofa kwulu: nkpulu-obim amabo mba di nonwo obo ka?

Digitized by Google

10 Ligolunu aja-odido-ya, bibie *ya;* ma unu emena ka ọgwusia nca: kpofusia ngadaba-ya-ga: makana fanwa aburọ nke Jehofa. 11 Makana unọ Israel na unọ Juda aghọgbugom n'aghughọ, ka Jehofa kwulu. 12 Fa agọnarigo Jehofa, si, Ọburọ Yanwa; nke ajọ ife nekwudo ayi; nke ayi nafu nmà na ugani: 13 ndi-amuma gaghọ ifufe, onye nekwu okwu anọrọ nime fa: nọnwọ ka ageme fa. 14 Nya ka Jehofa, Cuku nke usu *ndi agha,* ji kwue nọnwọ, si, Makana unu kwulu okwu nka, ne, agameme okwum di i n'ọnu ka fa bulu ọku, ndi nka *abulu* nku, ọgalacapu fa. 15 Ne, agameme ka ofu mba si n'ọte-aka biakute unu, unu unọ Israel, ka Jehofa kwulu: nke afu bu mba kwusili ike, ọbu azi ọkpu-ani mba, mba nke inamarọ asusu-ya, nke inanu ife fa nekwu. 16 Akpa ufele fa *di ka* ini ghelu ọghe, fa nine bu ndi-dike. 17 Fa geligbado owuwe-nni-i, na nni-i, *nke* umu-i ndikom na umu-i umu-nwayi akeli: fa geligbado ìgwè-atulu-i na ìgwè-efi-i: fa geligbado fain-i na osisi-fig-i: fa geji nmà wetitu obodo egwurube-ga-lu iga, nke nginwa necekwube. 18 Ma ọbunadu n'ubọsi afu-ga, ka Jehofa kwulu, Mmeme ka unu gwusia nca. 19 Ọgeme azi, na mgbe unu gasi, Maka gini ka Jehofa Cuku-ayi ji weme ayi ife nine ndia? igasi fa, Etu unu gbana-rigolum, febe cuku ani madu n'ani-unu, nọfu ka unu gesi fe ndi ani madu n'ani naburọ nke unu.

20 Gosinu nka n'unọ Jekob, menu ka anu ya na Juda, nasi, 21 Nulunu nka, unu ndi nsọkwu, ndi nenwerọ obi *amamife;* ndi nwelu anya, ma unu adafu uzọ: ndi nwelu nti, ma unu adanu ife: 22 Unu adatulum egwu ka? ka Jehofa kwulu: aru amama unu nni n'irum, Mu onye dolu uzuzu

ka ọbulu ókè orimili nnu, sitena ukpulu ebe-ebe, ọmagafezi ya? ọbu ezie na akpoli-ya namaghali onwefa, ma fa apurọ; ọbu ezie na fa nebigbọ, ma fa amagafe ya. 23 Ma ndi nka nwelu obi rirukalu eriruka na nke nupulu isi; fa erirukago naba. 24 Fa asirọ n'obi-fa, Ka ayi tukene egwu Jehofa Cuku-ayi, Nke nenye mili ozizo, ka nke-izizi ka nke ikpe-azu, n'ọge-ya; Nke nedebelu ayi izu-ga akalu owuwe-nni. 25 Ajọ omume-unu-ga ewerukago ife nine ndia n'usọ, njọ-unu-ga azọdogolu unu ezi ife. 26 Makana afulu ndi ọjọ n'etiti ndi nkem: fa nece, dika ndi nanwude nnunu si ece anwu; fa nagba ọnya, fa nwude madu. 27 Ka nkata nnunu si ejuputa na nnunu, nọfu ka unọ-fa si juputa n'aghughọ: nya kpatalu fa ji bue nuku, nebu ọgalanya. 28 Fa nama abuba, aru-fa negbupu egbupu: eye, fa emefego ajọ ife-ga ókè: fa adekwu ọnu, bú ikwu ọnu onye nenwerọ nna, ka ọwegalu fa ọfuma; ikpe ndi-ọgbenye ka fa danekpe. 29 Mmeneta maka ifi ife ndia ka? ka Jehofa kwulu: nkpulu-obim amabọ mba di nọnwọ ọbọ ka?

30 Ife itu n'anya na nke itulu ize emego n'ani a; 31 ndi-amuma nama amuma asi, ndi ncu-aja sitena aka-fa nazọda *ndi nkem;* ọsọlu ndi nkem nọfu: gini ka unu gemezi n'isi-njedebe-ya?

6 1 Sinu n'etiti Jerusalem, gbanaba, unu umu Benjamin, gbuenu opi na Tekoa, bunienu ife nbuni n'enu Bet-hakerem: makana ajọ ife, na nuku ntikpọ, si n' Ugwu neneputa anya. 2 Ọmalica nwayi nke bu sọ nma, bú ada Zaion, ka Mmegolu ka ọbulu ogbi. 3 Ndi nazu atulu gabiakute ya fa na ìgwè-atulu-fa-ga; fa genyerube ya ikwu-fa okilikili; fa ganazu azu ebe onye anọna n'ọnọdu nke ya. 4 Donu agha nsọ medide y

binienu, ka ayi rọgo n'efifie nabọ. Afufu dili ayi! makana ubọsi anabago, makana onyinyo anyasi esetipugo. 5 Binienu, ka ayi welu ucici rọgo, ka ayi bibie nuku unọ di-ga ya. 6 Makana nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, si, Gbutubenu osisi-ya nine, tukọbanu obo ife imedide Jerusalem: nka bu obodo afu nke ageneta; ọbu sọsọ nmegbu n'etiti ya. 7 Ka isi-iyi si eruputa mili-ya-ga, nọfu ka Jerusalem si eruputa ajọ ife-ya: ife-ike na nbibi ka ananu nime ya; n'irum mgbe nca bu sọ ọya na imelu-aru. 8 Ka adọ i nti, ngi Jerusalem, maka nkpulu-obim ekewapu na nke i; maka Mu eme i nkpọnkpọ ani, ani onye ọbuna nebirọ.

9 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, Fa gaghọsi ndi gbọputalu n'Israel ka *esi aghọ nkpulu* fain: tinyekwa aka-i n'enu ngadaba ka onye naghọ nkpulu fain. 10 Onye ka Mgagwazi gbalu ama, ka fa wenu? ne, eberọ nti-fa ugwu, nyabu na fa apurọ inunu: ne, okwu Jehofa nabulu fa ife nkpali; ọdasọ fa usọ. 11 Nyabu na ọnuma Jehofa nejuputalum afọ: ike agwum inado *ya:* rukwasi ya umu-aka nọ n'ezi ilo, na nzukọ umu-ikolọbia: makana agewelu ọbunadu di nyelu nwunye, okenye nyelu onye tọlu imelime ubọsi. 12 Agewelu unọ-fa nye ndi ọzọ, ugbo-fa na inyeme-fa n'ofu: makana agamesetipu akam n'aru ndi bi n'ani a, ka Jehofa kwulu. 13 Makana sitena onye pekalisili npe nime fa genye n'onye kasi nuku nime fa ebe onye anọna ọnwe agadaga anya-ukwu; site azi n'onye amuma genye n'onye ncuaja ebe onye anọna ọnaghọ aghughọ. 14 Fa azọgo azi ọnya ndi nkem enu enu, nasi, Ndokwa, ndokwa; mgbe ndokwa nadirọ. 15 Fa melu ifele ka fa mesili ife alu ka? mba, ifele emerọ fa nca,

nke fa nama ife bu ifele: nyabu na fa gadanyelu ndi nada ada: n'ọge Mgeji neta fa, fa nasọ ngọngọ, ka Jehofa kwulu.

16 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, si, Kwulunu n'uzọ-ga ka unu fu, juanu ase ọkpu-uzọ-ga nke gbo, ebe ka ezi uzọ di, nejenu nime ya, na unu gafu izulu-ike maka nkpulu-obi-unu: ma fa sili, Ayi amakpa *n'uzọ a.* 17 Mwedebe n'isi-unu ndi nce, *nasi,* Nanu nti n'onu opi; ma fa si, Ayi amaña nti. 18 Nyabu nulunu, unu mba-ga, malu azi, unu ìgwè *madu,* ife di n'etiti fa. 19 Ngi uwa, nulu: ne, Munwa geme ka ajọ ife kwudo ndi nka, *bú* nkpulu nke ilolo-fa-ga, makana fa aña rọ nti okwum-ga; iwum azi, fa ajugo ya. 20 Maka gini ka frankinsens ji esi na Ṣiba abiakutem, na kalamọs nasọ usọ si n'obodo telu aka bia? ife-àjà-nsule-unu asọrọm, nke àjà-unu nasọm usọ. 21 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si, Ne, agamatọgbọlu ndi nka ife isọ ngọngọ: nna na umu ewesọkwasi fa ngọngọ n'ofu; agbata-obi na ọyiya gana n'iyi.

22 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Ne, ofu ndi si n'ani Ugwu bia; agakpani ofu nuku mba n'ebe tekalisili aka n'uwa. 23 Fa naci uta na ube; ndi afu neme ife-ike, fa enwerọ ebele; onu-fa nakpọtu nkpọtu ka orimili nnu, anyinya bu fa; fa nine kecasili ekike agha, ka onye jekọ agha, imedide i, ngi ada Zaion. 24 Ayi anugo ude-ya; aka akupucasia ayi: ife ngbu negbu ayi, ife nelo ayi dika nwayi ime neme. 25 Apukwana je n'ugbo, agana n'uzọ; makana nmà onye ilo *di n'ebe afu,* egwù n'akuku nine. 26 Ngi ada ndi nkem, jelu ákwà uju, tulua onwei na ntu: rube uru, *dika anerulu* sọ ofu nwa, ákwá nebu isi; makana onye nbi

Digitized by Google

gadakwasi ayi na ntumade. 27 Emegom i ka ibulu onye ji ọku anwa *ọna* na iga n'etiti ndi nkem; ka iwemalu nwa azi uzọ-fa. 28 Fa nine bu ndi rirukalu eriruka ajọ ọlu, nebu así nagarube ọgbe; fa bu ọna na ígwè: ndi afu nine bu ndi nbibi. 29 Anarusi eko ike; ọku alacapugo ọze: na nkiti ka fa nanuca nanucalili; makana anucapurọ ndi ajọ madu. 30 Ọna-ọca ajulu aju ka agakpọ fa, makana Jehofa ajugo fa.

7 1 Okwu nke si n'aka Jehofa biakute Jeremaia, si, 2 Kwulu n'ọnu-uzọ-ilo unọ Jehofa, kwusa okwu nka n'ebe afu, si, Nulunu okwu Jehofa, unu ndi nine nke Juda, unu ndi si n'ọnu-uzọ-ilo a abata esekpulu Jehofa. 3 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu, Dozienu uzọ-unu-ga na omume-unu-ga, na agameme ka unu bili n'ebe a. 4 Unu ccekwubena okwu asi, nasi, Unọ nsọ Jehofa, unọ nsọ Jehofa, unọ nsọ Jehofa, di-ga nwọ. 5 Ọbuluna unu edozie uzọ-unu-ga na omume-unu-ga ọfuma; ọbuluna unu anekpelu madu na ibe-ya ikpe kwu ọtọ; 6 *ọbuluna* unu ademegbu onye-ọbia, na nenwerọ nna, na ajadu, ghalu igbafuzi ọbala nemerọ ajọ ife n'ebe a, nke unu geso cuku ọzọ-ga bú ime onweunu ajọ ife: 7 agameme azi ka unu bili n'ebe a, n'ani Mnyeluli nna-unu-fà, sitena ọge gbo wegabazia ebe-ebe. 8 Ne, ununwa necekwube okwu asi-ga, nke manaba n'ife ọbuna. 9 Unu gezu ori, gbue ọcu, yia ọyi, nañu iyi asi, nesulelu Beal ife isi usọ, nejeso cuku ọzọ-ga unu namarọli, 10 bia kwulu n'irum n'unọ a, nke anakpọkwasi afam, si, Anaputago ayi; ka unu weme ife alu nine ndia ka? 11 Unọ nunwa, nke anakpọkwasi

afam, abulugo ugbò ndi-ụpum n'anya-unu ka? Ne, afugom ya, ọbunadu Munwa, ka Jehofa kwulu. 12 Ma jekenenu n'ọnọdum nke dili na Ṣailo, ebe Mmeluli ka afam bili na mbu, ka unu fu ife Mmelu ya maka ajọ ife ndi nkem bú Israel. 13 Kita, makana unu megolu omume nine ndia, ka Jehofa kwulu, Mwegwa unu, nebini n'uzọ ututu nekwu, ma unu anurọ; Mwekpọ unu, ma unu azarọ: 14 nyabu na agameme unọ a, akpọkwasili afam, nke ununwa necekwube, na ọnọdu nke Mnyelu unu na nna-unu-fà, ka Msi weme Ṣailo. 15 Agamacupu unu n'irum, ka Msi wecupu umunna-unu nine, bú nkpulu Ifraim nine.

16 Nyabu nginwa ekpekwana ekpelu maka ndi nka, nke ineweni onu-i n'ikpọ nkpu ma-ọbu ikpe ekpelu maka fa, nke inayọm ayiyọ: makana Mmanu onu-i. 17 Ifurọ ife fanwa neme n'obodo Juda-ga na ilo Jerusalem-ga? 18 Umu-aka nakpata nku, ndi bu nna nafunwu ọku, umu-nwayi nagwọ utu, iji mebelu eze-nwayi nke ígwé acica, na irufulu cuku ọzọ-ga àjà ife ọlila, ka fa wekpasuem iwe. 19 Fanwa nakpasum iwe ka? ka Jehofa kwulu; fa adakpasu onwefa iwe, ka ewemenye fa ifele n'iru? 20 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Ne, agameruwusa iwem na ọnumam n'ebe a, n'aru madu, na anu, na osisi di-ga n'ọfia, na nkpulu nke ani; ọganele ọku, amemenyu ya.

21 Nọnwọ ka Jehofa nke ụsu *ndi agha, bú* Cuku nke Israel, kwulu: Welunu àjà-nsule-unu tinye n'àjà-unu, lienu anu azi. 22 Makana agwarọm nna-unu-fà, nke Mnetili fa iwu maka *icu* àjà nsule na àjà ọzọ-ga, n'ubọsi Msi n'ani Ijipt kpọputa

Digitized by Google

fa: 23 ma okwu nka, ka Mtili fa n'iwu, si, Nulunu onum, agamabu Cuku-unu azi, ununwa gabu azi ndi nkem: nejenu n'uzọ nine Mtili unu n'iwu, ka ọwedili unu nma. 24 Ma fa anurọ, nke fa nege nti, ma fa nakpaghali n'alo *aka fa*, n'isi-ike nke ajọ obi-fa, wedacigha azu, fa agarọ n'iru. 25 Eri ubọsi nna-unu-fà ji si n'ani Ijipt puta wepu tata, ezitagolum unu ndi-odibom nine bu ndi-amuma, nebini n'uzọ ututu kwada nezi fa: 26 ma fa anurọ onum, nke fa nege nti, ma fa kwekebe onu-fa: fa mekalili nna-fa n'ajọ ife.

27 Igagwa fa okwu nine ndia; ma fa amanu onu-i: igakpọ azi fa oku; ma fa amaza i. 28 Igasi fa, Nka bu mba nke nanurọ onu Jehofa Cukufa, nke fa nanalu idọ-nti: ikwesi-ncekwube anago n'iyi, ebepugo azi ya n'ọnu-fa.

29 Kọpu isi-i, *ngi Jerusalem*, tufue azi ya, kwanie ákwá n'enu ngongo kwu nkiti; makana Jehofa ajugo gbanari azi ndudugandu nke iwe-Ya. 30 Makana umu Juda emego ajọ ife n'anyam, ka Jehofa kwulu: fa adọbago ife-alu-fa n'unọ akpọkwasili afam, imelu ya. 31 Fa alugo ebe di-ga enu nke Tofet, nke di na mgbulugudu nwa Hinom, irugbu umu-fa ndikom na umu-fa umu-nwayi n'ọku; nke Mnetirọ n'iwu, nke ọnabatamli n'obi. 32 Maka ya, ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, nke amanakpọnwozi ya Tofet, nke anakpọ ya Mgbulugudu nke nwa Hinom, ma *agakpọ ya* Mgbulugudu nke Ogbugbu: makana ageni ozu na Tofet, wenye uzọ aghalu ifọduzinu. 33 Ozu nke ndi nka gabulu anu ufe nke ígwé, na anu ọfia di-ga n'ani, ife olili; onye ọbuna amaruni fa n'ebe afu. 34 Agameme azi ka onu ngoli na onu aṅuli, na onu onye

Digitized by Google

nulu nwunye ọfu na onu nwunye ọfu, kwusi n'obodo Juda-ga, na ilo di-ga na Jerusalem: makana ani afu gatọgbọlu nkiti.

8 1 N'ọge afu, ka Jehofa kwulu, fa gekpoputa ọkpukpu ndi-eze Juda, na ọkpukpu ndi-isi-ya, na ọkpukpu ndi ncu-aja, na ọkpukpu ndi-amuma, na ọkpukpu ndi bi na Jerusalem, n'ini-fa-ga: 2 fa gagba fa n'anwu, na ọnwa, na usu *kpakpando* nke ígwé, ndi fa fugolu n'anya, na nke fa fegolu, na nke fa kpasogolu, na nke fa cọgolu, na nke fa sekpugolu: amekpokọba fa, nke ageni fa eni; fa gabu ife inyi n'ani. 3 Ndi nine gbọputalu, bú ndi gbọputalu n'ajọ ezi-na-unọ nunwa, ndi gbọputalu n'ebe nine Mcusalu fa, garata ọnwu kama ndu ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu.

4 Igasi azi fa, Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Madu gada, ghalu ibinizi ọzọ ka? ọnwelu onye gadacigha azu, ghalu icigha ọzọ ka? 5 Maka ginizi ka ndi Jerusalem nuńwa ji adacigha azu naga nadacigha? fa jisili aghụghọ ike, ju icigha azu. 6 Ańalum nti, nu, ma fa adekwu ekelesu: ọnwerọ onye nelogha n'ajọ ife-ya, si, Gini ka mmelu nwọ? ebe onye anọna orughalia gbaba ọsọ nke ya, dika anyinya nke nagba ọsọ nime agha. 7 Eye, stọk *nke nefe* n'igwe malu ọge akalu ya; nduli na eneke na okwoli nariba ọge fa ji abia ama; ma ndi nkem amarọ ikpe Jehofa. 8 Kedu ka unu si asi, Ayinwa nwelu amamife, iwu Jehofa di azi n'akaayi? Ma, ne, pen así nke ndi-ọde-akwukwọ emego ya okwu asi. 9 Ifele neme ndi amamife, obi-fa emebigo anwudego azi fa: ne, fa ajugo okwu Jehofa; kezi afa amamife fa nwelu? 10 Nya ka Mgeji cili nwunye-fa nye ndi ọzọ, *welu* ugbo-fa nye ndi genwelu *fa:* makana sitena onye peka'

sili npe genye n'onye kasi nuku ebe onye anọna ọnwe nọ anya-ukwu, site azi n'amuma genye n'onye ncu-aja ebe onye anọna ọnaghọ aghugho. 11 Fa azọgo ọnya ada ndi nkem enu enu, nasi, Ndokwa, ndokwa; ma ndokwa adirọ. 12 Fa melu ifele ka fa mesili ife alu ka? mba, ifele emerọ fa nca, nke fa nama ife bu ifele: nyabu na fa gadanyelu ndi nada ada: n'ọge nneta-fa fa gasọ ngọngọ, ka Jehofa kwulu. 13 Agamekpocapusi fa, ka Jehofa kwulu: nkpulu ọbuna amadizi na fain, nke fig nadi n'enu osisi fig, nkpa-akwukwọ gakpọnwu; *ife* Mnye-ga-lu fa-li gapu n'aka-fa gafe. 14 Maka ginizi ka ayinwa ji nọdu ani? gbakọbanu ka ayi ba n'obodo egwurubelu iga, ka ayi na n'iyi n'ebe afu: makana Jehofa Cuku-ayi emego ka ayi na n'iyi, nye ayi mili ònùnù ka ayi la, makana ayi emego njọ medide Jehofa. 15 Ayi nege ndokwa, ma ezi ife abiarọ; ọge ọzizọ, ne, imebiobi! 16 Anulu onu ákwá anyinya-ya-ga na Dan: ani nine marubelu n'onu uya anyinya-ya si-ga-lu ike; makana fa abiagoli, licapu ani na ife nine julu ya; obodo na ndi bi ya. 17 Makana, ne, agamezita agwọ, *bú* ajọ agwọ, n'etiti unu, nke amanalà ùlà; fa gata unu, ka Jehofa kwulu.

18 Buluzidu na agameme ka iru nasọm amu imedide uru! obim dacasia mbà nimem. 19 Ne, onu nkpu nke ada ndi nkem si n'obodo telu aka nara: Jehofa ebirọ na Zaion ka? Eze-ya anọrọ ya fu ka? Maka gini ka fa ji weluzi alusi-fa api-ga-lu api, na ife neloro elo nke ani madu, akpasum iwe? 20 Owuwe nni agago, ikpokọbata nkpulu agwugo, ma azọputarọ ayinwa. 21 Maka ifi ntili nke ada ndi nkem ka eji tiliem: anameji nji; ọtulum nọ n'anya agadaga. 22 *Ogwu* bam adirọ na Gilead?

Digitized by Google

onye nazọ azọ anọrọzi ya ka? maka ginizi ka ada ndi nkem nejirọ dirisi?

9 1 Buluzidu na isim bu mili-ga, na anyam isi-iyi nke anya-mili, ka mwenakwalu ndi egbulu n'etiti ndi nke ada ndi nkem ucici na efifie! 2 Buluzidu na enwelum unọ ndi ije gananwu ula n'ọfia kwu nkiti; ka mwerapu ndi nkem, si n'ebe fa nọ pua! makana fa nine bu ndi nayi ọyi, nzukọ ndi aghughọ. 3 Fa nekwe ile-fa *ka fa si ekwe* uta-fa maka okwu asi; fa sili ike n'ani, ma ọburọzi nke ikwesi-ncekwube: makana fa si n'ajọ ife naba n'ajọ ife, fa amarọm, ka Jehofa kwulu. 4 Ebe onye anọna nime unu ka ọnece agbata-obi-ya nce, ecekwubekwananu nwa-nne ọbuna: makana nwa-nne ọbuna gagbacisi ngbaci nca, agbata-obi ọbuna ganebu asi naga ọgbe. 5 Ebe onye anọna ọgalafu agbata-obi-ya, fa amekwu ezi okwu: fa akuzigolu ile-fa isi así; fa nadọ àkànyà n'isifie uzọ. 6 Ebe-obibi-i di n'etiti aghughọ; sitena aghughọ fa ju imam, ka Jehofa kwulu.

7 Nya ka Jehofa nke usu *ndi agha* ji kwue nọnwọ, si, Ne, agamagbaze fa, nwa fa; makana kedu ife *ọzọ* Mgeme, maka ifi ada ndi nkem? 8 Ile-fa bu ufele negbu egbu; onekwu sọ okwu aghughọ: madu welu ọnu-ya nagwa ibe-ya okwu ndokwa, ma nime obi-ya ọnece ya anwu. 9 Mmeneta fa maka ifi ife ndia ka? ka Jehofa kwulu: nkpulu-obim amabọ mba di nọnwọ ọbọ ka?

10 Agamakwalu ugwu ákwá, gobelu fa ákwá, bualu ebe-ita-nni nke ọfia kwu nkiti abù ákwá, makana fa agbasigo ọku, nyabu na onye ọbuna adagazi *n'ebe afu;* nke ananuzi onu ife-enunu; ka anu-ufe nine nke ígwé ka anu ọfia-ga agbanabago,

Digitized by Google

fenabasia. 11 Agamatuba Jerusalem obo-ga, ọte nkita ọfia; agameme azi ka obodo di-ga na Juda bulu nkpọnkpọ, enwezi onye obi. 12 Onye bu onye amamife, nke gaghọta nka? *onye bu* onye afu ọnu Jehofa gwagolu okwu, ka ogosi ya? maka gini ka ani ji na n'iyi gbacasia ọku ka ọfia kwu nkiti, onye ọbuna adagazi?

13 Jehofa wesi, Makana fa arapugo iwum nke Mcelu fa n'iru, fa anurọ onum, nke fa nakpaghali nime ya; 14 ma fa akpasogo isi-ike nke obi-fa, ya na Bealim, nke nna-fa kuzili fa: 15 nya ka Jehofa nke usu *ndi agha,* Cuku nke Israel, ji kwue nọnwọ, si, Ne, agameme ka fa, bu ndi nka, lie wọmwud, me ka fa la mili ònùnù. 16 Agamacusasi azi fa n'etiti mba-ga, nke fanwa ma-ọbu nna-fa namanurọ: agameziso fa nmà-agha, ewemlicapu fa.

17 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, Cighanu uce-unu, kpọnu umu-nwayi ndi nabu abù ákwá, ka fa bia; zienu ka akpọ umu-nwayi nwelu amamife, ka fa bia: 18 ka fa me ngwa, gobelu ayi ákwá, ka anya mili werusisibe ayi, ka mili wesi na mbubolo-anya-ayi waputa. 19 Makana anulu onu igo ákwá si na Zaion nara, Nekene ka esi bibisia ayi! emenyelu ayi ifele n'iru agadaga, makana ayi agbabogo ani, makana fa akwatusigo ebe-obi-ayi. 20 Ma nulu okwu Jehofa, unu umu-nwayi, ka nti-unu nalu okwu n'ọnu-Ya, kuzielunu umu-unu umu-nwayi igo ákwá, ebe onye anọna ka ọkuzielu nwayi-ibe-ya abù ákwá. 21 Makana ọnwu aligotago na windo-ayi-ga, ọbago nime nuku unọ-ayi-ga; ibepu umu-aka n'ilo, *na* umu-ikolọbia n'ilo-ga. 22 Kwube, Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Ozu madu gadasisi ka nsi n'ọzala,

Digitized by Google

dika nju-aka *ọka* si aghafunari onye nebe *ọka*, onye ọbuna amekpokọzi *fa*.

23 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, si, Ka onye amamife ghalu iji amamife-ya wenya isi, nke dike neji ike-ya anya isi, nke ọgalanya neji àkù-ya anya isi: 24 ma ka onye nanya isi welu nka nanya, na ya aghọtago, malum azi, na Munwa bu Jehofa Nke neme afọ-ọma, na ikpe, na ezi omume, n'uwa: makana ife ndia nasọm, ka Jehofa kwulu. 25 Ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, mgbe Mgenye ndi nine belu ugwu n'ebe-ugwu-*fa* afufu; 26 Ijipt, na Juda, na Idom, na umu Amon, na Moab, na ndi nine nagbaca isi, bi n'ọfia kwu nkiti: makana mba nine eberọ ugwu, unọ Israel nine azi bu ndi neberọ ugwu n'obi.

10 1 Nulunu okwu Jehofa nagwa unu, unu unọ Israel: 2 nọnwọ ka Jehofa kwulu, si, Unu amutakwana uzọ mba-ga, ka obi-unu ghalu imebi n'ife arima di-ga n'enu-igwe; makana obi mba-ga nemebi maka fa. 3 Makana ukpulu ndi *nine n'uwa* bu-ga ife nkiti: makana madu negbutu osisi n'ugboko, ọlu aka onye ji anyike alu ọlu. 4 Fa ewelu ọna-ọca na ọna-edo cọcasia ya nma; fa ewelu ntu na ọtutu kpọdosia ya, ka ọweghalu imerube emerube. 5 Ife afu-ga di ka nkwu, nke ọlu ọnwene, fa adekwu okwu: agharọ ibu fa ebu, makana fa adeje ije. Atukwanalunu fa egwu; makana fa ademe ajọ ife, nke ime ezi ife nadi fa n'aka. 6 Ọnwerọ nke yili I, Ngi Jehofa; Nginwa di nuku, afa-I di azi nuku n'ike. 7 Onye manatulu I egwu, Ngi Eze mba-ga? makana Ngi ka ọkwesili: makana n'etiti ndi amamife nine di na mba-ga, n'ọkwa-eze-fa nine azi, ọnwerọ ofu onye efu yili I. 8 Ma fa bukọdo anu ọfia na ndi nsọ

kwu: idọ-nti nke ife-nkiti-ga, nke afu bu nọ sọ osisi. 9 Ọna-ọca ewetalu na Tasis di nke eji wekpu ife ọkpukpu, ọna-edo nke si n'Ufaz bia, ọlu onye-ǹkà na nke aka uzu nakpu ọna-edo; akwa anunu na akwa ododo ka ọbulu ife fa ganeyi; fa nine bu sọ ọlu ndi amamife. 10 Ma Jehofa bu Cuku n'ezi-okwu; Yanwa bu Cuku di ndu, na eze di ebe-ebe: uwa nama aru nni n'iwe-Ya, mba-ga apurọ inado ajọ iwe-Ya.

11 Nọnwọ ka unu gagwa fa, Cuku afu-ga nke nekerọ enu-igwe na uwa, fa gana n'iyi pua n'uwa, na okpulu enu-igwe.

12 Oji ike-Ya weke uwa, amamife-Ya ka Oji me ka ani nine kwusie ike, nghọta-Ya ka Oji wesetipu enu-igwe: 13 Ọme ka onu-Ya ra, nkpọtu mili di-ga n'enu-igwe akpọtuba, Ọneme azi ka alulu si n'ebe uwa jedebelu nakwuni enu; Ọnemelu mili ozizo àmùmà, si n'ebe Ọnakwakọba ife neweputa ifufe. 14 Madu nine bu anu ọfia fa amarọ ife; anemenye uzu ọbuna nakpu ọna-edo ifele n'iru sitena alusi-ya: makana alusi ọkpulu bu así, ume adirọ nime fa. 15 Ife afu-ga bu ife nkiti, ọlu nlafu: n'ọge nneta-fa fa gana n'iyi. 16 Òkè nke Jekob adirọ ka ife ndia; makana Yanwa bu Onye nakpu ife nine; Israel bu ebo ùkwù-Ya: Jehofa nke usu *ndi agha* bu afa-Ya.

17 Kpokọ ibu-i n'ani, ngi onye bi n'ebe agha nọcibidolu. 18 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu, Ne, kita ka Mgefepu ndi bi n'ani a, kpagbue fa, ka fa wefu. 19 Afufu dilim maka ntilim! ọnyam ajọka: munwa wesi, Nka bu nọ ọyam, agamebulili ya. 20 Ikwu nkem emebisia, udọm nine tibesia: umum esigo n'akam pua, fa anọrọzi: ọnwerọzi e genye ikwum ọzọ, na ikwuba ife-okpukpum.

21 Makana ndi nazu atulu abulugo anu ọfia, fa adajuzi ase n'aka Jehofa: nya kpatalu na fa emerọ ka ndi nwelu amamife, ìgwè atulu fa nine gbasasia. 22 Onu akukọ, ne ọbiana, agadaga nkpọtu *si* n'ani Ugwu *biana*, ime ka obodo di-ga na Juda bulu nkpọnkpọ *obodo*, ọte nkita ọfia. 23 Ngi Jehofa, amalum na uzọ madu adirọ n'aka-ya: ọburọ onye neje ije nwe ime ka ije-ukwu-ya kwusie ike. 24 Ngi Jehofa, dọm nti, ma ka ọbulu sọ n'ikpe; ka ọghalu ibu n'iwe-I, maka ibenatam. 25 Ruwusa mba ndi namarọ I, na ezi-na-unọ ndi nadakpọku afa-I, ọnuma-I: makana fa elicapugo Jekob, eye, fa elicapugo ya me ka ọgwusia, me ka ebe-obi-ya bulu nkpọnkpọ ebe.

11 1 Okwu nke biakutelu Jeremaia sitena aka Jehofa, si, 2 Nulunu okwu-ga nke àgbà nunwa, gwabanu ndi Juda na ndi bi na Jerusalem; 3 si fa, Nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Israel, kwulu, si: Ibu-ọnu nadili madu nke nanurọ okwu-ga nke àgbà nunwa, 4 nke Mtili nna-unu-fà n'iwu n'ubọsi Msi n'ani Ijipt, bú ígwè anafunwu ọku, kpọputa fa, si, Nulunu onum, menu fa, ka ife nine Mtili unu n'iwu si di: unu ewesi nọfu bulu ndi nkem, Munwa abulu Cuku-unu: 5 ka Mweme ka iyi Mṅulu nna-unu-fà kwusie ike, inye fa ani mili ala na manu-anwu neru, dika osi di ta. Mweza, si, Amen, Jehofa.

6 Jehofa wesim, Kwusa okwu ndia nine n'obodo di-ga na Juda na ilo di-ga na Jerusalem, si, Nulunu okwu àgbà nunwa, menu fa. 7 Makana agbasilim nna-unu-fà ama ike n'ubọsi Msi n'ani Ijipt kpọgoputa fa, wepu tata, nebini n'uzọ ututu nagba ama, si, Nulunu onum. 8 Ma fa anurọ

nke fa nege nti, ma fa nakpaghali ebe onye anọna n'isi-ike nke ajọ obi-ya: Mweme ka okwu nine nke àgbà nunwa dakwasi fa, nke Mtili fa iwu imenu, ma fa emerọ.

9 Jehofa wesim, Afulu ajọ izu-ga n'etiti ndi Juda, na etiti ndi bi na Jerusalem. 10 Fa eci-ghakutego ajọ omume-ga nke nna-ocie-fa, ndi julu inulu okwum: fanwa akpasogo cuku ọzọ-ga ifè fa: unọ Israel na unọ Juda etikpọgo àgbà Mu na nna-fa melu. 11 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si, Ne, agameme ka ajọ ife, nke fa manenwe ike ipu n'aka-ya, kwudo fa; fa gakpọkum, ma Mmanu onu-fa. 12 Mgbe afu obodo di-ga na Juda na ndi bi na Jerusalem geje gakpọkue cuku afu-ga ndi fanwa nesulelu ife ísì usọ: ma fa amazọputa fa manca n'ọge ajọ ife-fa. 13 Makana ka ọnu-ọgu obodo-i ra *nọfu* ka ọnu-ọgu cuku-i *ra*, ngi Juda; ka ọnu-ọgu ilo di na Jerusalem ra *nọfu* ka unu kwubalu ife ifele afu ebe icu aja, *bú* ebe icu-ga aja isulelu Beal ife ísì usọ. 14 Nyabu nginwa ekpekwanalu ndi nka ekpelu, nke ineweni onu-i n'ikpọ nkpu maọbu ikpe ekpelu maka fa: makana Mmanu onufa n'ọge fa gakpọkum maka ifi ajọ ife-fa.

15 Kedu nke nwayi Mfulu n'anya n'unọm, ebe ya na imelime madu megolu ajọ izuzu, anu di nsọ apugo azi n'aka-i? mgbe imelu ajọ ife, mgbe afu inegoli. 16 Jehofa kpọlu afá-i, Osisi ọlif di ndu, nke malu nmá nime ọmalica nkpulu: Oji onu nuku nkpọtu wesunye ya ọku, ngadaba-ya anyakasigo. 17 Makana Jehofa nke usu *ndi agha*, Onye kulu i, ekwugo ajọ ife medide i, maka ifi ajọ ife unọ Israel na unọ Juda, nke fa emegolu onwefa n'ikpasum iwe sitena isulelu Beal ife ísì usọ.

18 Jehofa weme ka mmalu ya, mwemalu ya:

mgbe afu Imelu ka mfu omume-fa-ga. 19 Ma munwa nadili ka nwa atulu di nwayọ akpu jekọ igbu egbu; amaṛọm na fa ezugo izuzu medidem, *si*, Ka ayi mebie osisi ya na nkpulu ọmili, ka ayi bepu ya n'ani ndi di ndu, ka aghalu icetanwozi afa-ya ọzọ. 20 Ma, Ngi Jehofa nke usu *ndi agha*, Nke nekpe ezi ikpe, Nke nanwa akulu na obi, ka mfu ọbọ̀ Igabọ fa: makana Ngi ka mkpughelu okwu ikpem. 21 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ maka ndi Anatot, ndi nacọ ndu-i, si, Ejikwana afa Jehofa wema amuma, ka ighalu inwu n'aka-ayi: 22 nya ka Jehofa nke usu *ndi agha* ji kwue nọnwọ, si, Ne, agameneta fa: umu-ikolọbia ganwu na nmà; umu-fa ndikom na umu-fa umu-nwayi ka ugani gegbu; 23 fa amenwe ndi gagbọputa nime fa: makana agameme ka ajọ ife kwudo ndi Anatot n'arọ nneta-fa.

12 1 Nginwa bu Onye ezi omume, Jehofa, ka mu na I nalulita uka: ma ka mu na I kwue okwu ikpe: maka gini ka uzọ ndi ọjọ ji agalu fa ọfuma? *maka gini* ka fa ji nwe aru bu, bu ndi naghọgbu onwefa? 2 Ikugo fa, eye, fa agbadogo nkpọlọgwugwu; fa neso, eye, fa nami nkpulu: Nginwa nọ nso n'ọnu-fa, ma Inọtelu aka n'akulu-fa. 3 Ma Nginwa, Jehofa, malum; ifulum, nanwa azi obim n'ebe Inọ: kpuputa fa dika atulu ejekọ gegbu egbu, do azi fa nsọ maka ubọsi ogbugbu. 4 One mgbe ka ani geji rudebe uru, ife akuku nke ani ajanwudebe? maka ajọ ife nke ndi bi ya, ekpocapugo anumanu nine, na umu-nnunu; makana fa sili, Ọmafu isi-njedebe-ayi. 5 Ọbuluna iso ndi ukwu nkiti wegba ọsọ, fa me ka ike gwu i, kezi ka igesi so anyinya wegba ọsọ? *ọbụ ezie na* nginwa nọ n'aru-ofufo n'ani ndokwa, ma kedu ka igesi me na

ngala Jọdan? 6 Makana ọbunadu umu-nna-i, na unọ nna-i, ọbunadu fanwa azi aghọsogo i aghughọ, ọbunadu fanwa akpọsogo i nkpu si ike: ekwena fa, ọbulugodu na fa nagwa i ezi ife.

7 Arapugom unọm, ajugom ùkwùm; ewelugom nwayi nkpulu-ọbim fucasili n'anya ranye n'aka ndi-ilo-ya. 8 Ùkwùm adigom ka agaba nọ nime ugboko: onu-ya arago medidem, nya ka Mji kpọ ya asì. 9 Ùkwùm adigolum ka nnunu neli ibe-ya tulu agwa ka? nnunu neli ibe-fa nọrubelu ya okilikili imedide ya ka? jenu, kpọkọzue anu ọfia nine, kpọta fa ka fa libe. 10 Imelime ndi nazu atulu emebigo ugbo fain nkem, fa ewelugo ukwu zọtọsia òkèm, fa emego ka òkè ọmam bulu ọfia kwu nkiti nke bu nkpọnkpọ ebe. 11 Fa emego ya ka ọbulu nkpọnkpọ ebe; ebe ọbu nkpọnkpọ ebe, ọnakwakum; eweme ani a nine nkpọnkpọ ani, makana ọnwerọ onye nacigha obi. 12 Ndi nbibi abiago na ngongo kwu nkiti nine di n'ọfia kwu nkiti: makana nmà Jehofa nesi n'ofu isi ani elidide genye n'isi ani nke ọzọ: ofu madu efu enwerọ ndokwa. 13 Fa akugo okili, beta ogwu; fa emego onwefa ife nwuta, ma ọbarọlu fa ife ọbuna: ife masili unu geme unu ifele, maka iwe di ọku nke Jehofa.

14 Nọnwọ ka Jehofa kwulu medide ndi ajọ agbata-obim nine, ndi nemetu ùkwù nke Mmelu ka ndi nkem bu Israel lita aka: Ne, agameropu fa n'ani-fa, ropu azi unọ Juda n'etiti fa. 15 Ọgeme azi, mgbe Mropusili fa, agamecigha melu fa ebele: agameme ka fa cigha, ebe onye anọna n'ùkwù-ya, ebe onye anọna n'ani-ya. 16 Ọgeme azi, na ọbuluna fa gamuta uzọ ndi nkem ọfuma, iji afam ṅu iyi, Etu Jehofa difu ndu; dika fa si

kuzili ndi nkem iji Beal ịnu iyi; agalunita fa n'etiti ndi nkem. 17 Ma ọbuluña fa amanu, agameropu mba afu, neropu ya neme ka ọna n'iyi, ka Jehofa kwulu.

13 1 Nọnwọ ka Jehofa gwalum, si, Jebe, ka igolu akwa ọfifie nke ade, ka ifielu ya n'úkwù-i, etinyekwana ya na mili. 2 Mwegolu akwa ọfifie ka okwu Jehofa si di, fie ya n'úkwùm. 3 Okwu Jehofa webiakutekwasim nke ugbolo nabọ, si, 4 Welu akwa ọfifie igotalu, nke ifielufu n'úkwù-i, binie, jebe n'Ufretis, zobe ya n'ebe afu n'ugbò nkpuma. 5 Mwejebe, zobe ya n'usọ Ufretis, ka Jehofa si tilim iwu. 6 Oluzia ka imelime ubọsi gasili, Jehofa wesim, Binie, jebe n'Ufretis, ka iweputa akwa ọfifie afu n'ebe afu, nke Mtili i-li n'iwu ka izobe n'ebe afu. 7 Mwejebe n'Ufretis, boba, wecili akwa ọfifie afu n'ebe mzobelu ya-li: ne, akwa ọfifie afu mebie, ọbarọzi n'ife ọbuna. 8 Okwu Jehofa webiakutem, si, 9 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Nọnwọ ka Mgesi mebi ngala Juda, na agadaga ngala Jerusalem. 10 Ajọ ndi nunwa, ndi julu inu okwum-ga, ndi nakpaghali n'isi-ike obi-fa, nejeso azi cuku ọzọ-ga ifè fa, na isekpulu fa, gadi azi ka akwa ọfifie nunwa, nke nabarọzi n'ife. 11 Makana ka akwa ọfifie si atado madu n'úkwù ọbu nọfu ka Msi me unọ Israel nine na unọ Juda nine ka fa tadom, ka Jehofa kwulu; ka fa webulum ofu ndi, na afa, na otuto, na ife nmá: ma fa anurọ. 12 Igagwa azi fa okwu nka: Nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Israel, kwulu, si, Agagbaju kalama ọbuna manya: fa gasi azi i, Ayi amarọli na agagbaju kalama ọbuna manya ka? 13 Igagwa azi fa, si, Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Ne, agamagbaju

ndi nine bi n'ani a, bú ndi-eze nọcili Defid n'ukpoya, na ndi ncu-aja, na ndi-amuma, na ndi nine bi na Jerusalem, na manya ogbugbu. 14 Agametili fa ofu n'enu ibe-ya, ọbunadu ndi bu nna na umu n'ofu, ka Jehofa kwulu: Mmeme ebele, nke Mgarapu, nke Mgeme afọ-ọma, weghalu imebisi fa.

15 Nulunu, genu nti; agalakwana ngala: makana Jehofa ekwugo. 16 Nyenu Jehofa Cukuunu otuto, tupu Ọme ka ọcici gba, na tupu ukwuunu asọ ngọngọ n'enu ugwu nagba ọcici; ebe unu negezi ìfè, Ọme ya ka ọgbọru onyinyo ọnwu, me ka ọgba ajọ ọcici. 17 Ma ọbuluna unu amanu ya, nkpulu-obim gakwa akwa na nzuzo maka ngala-*unu*; anyam gagba ajọ anya-mili, nerusisi anya-mili, makana adọlu ìgwè atulu Jehofa n'agha. 18 Gwa eze na nne eze, Welunu obi ume-ani, nọdu ani: makana asusu-isi-unu adapugo, *bú* okpu-eze-unu malu nma. 19 Akpacitasigo obodo di-ga n'Adagbe, ọnwerọ onye gemeghe *fa:* adọlugo Juda fa nca n'agha; adọlusili ya nca n'agha.

20 Wenienu anya-unu, ka unu fu ndi si n'Ugwu biana: kedu ìgwè atulu nke enyelu i, ọmalica ìgwè atulu i? 21 Gini ka igekwu, mgbe Ogeji debe ndi-ọyi-*i* n'isi-i, ebe ngi n'onwei kuzili fa imedide i? ife olulo amelobe i, dika nwayi ime neme ka? 22 Ọbulu azi na ikwue n'obi-i, si, Ginizi ka ife ndia ji dakwasim? n'imelime ajọ omume-i ka eji konita otogbo-i, aneme ikili-ukwu-i ife-ike. 23 Onye Itiopia genwogha aru-ya, ka ọbu awọlọ agwa-ya ka? *ọbulu nọfu* ununwa, bu ndi akuzili ime ajọ ife, genwe ike ime ezi ife. 24 Agamakpasasi azi fa, dika afifia ikuku nke ọfia kwu nkiti kusalu. 25 Nka bu ife afetalu i na nza, òkè Mkenyelu i, ka Jehofa kwulu; makana icezọgom,

cekwube okwu asi. 26 Nyabu na Munwa gekonita otogbo-i welue n'iru-i, agafu ifele-i. 27 Afugom alu-i-ga, bú ọyi inayi, na uya inebe, ka isi zube iyi-ọyi-i, na ngongo di-ga n'ọzala. Afufu gadili i, ngi Jerusalem! imenwu ọca; one mgbe ka ọgabudebe?

14 1 Okwu Jehofa nke biakutelu Jeremaia maka okwu ijide *mili ozizo ka ọghalu izonu.*

2 Juda neru uru, ọnu-uzọ-ilọ di-ga ya nata aru, fa nọdu ani yili akwa ọji; ákwá Jerusalem elugo enu. 3 Ndi amalu afa-fa zili ndi-odibo-fa icuta mili: fa bia n'ọmi, fa afurọ mili; fa bu ite mili nkiti cigha: fa mebe ifele ewemenye fa ifele n'iru, fa wekpudo isi-fa. 4 Maka ani-ugbo nke gbọwasili agbọwa, makana mili ezonurọzi n'ani, ndi ọlu ugbo neme ifele, kpudosia isi-fa. 5 Eye, nwunye ene azi n'ọzala mulu nwa, kpanari *nwa-ya*, makana afifia adirọ. 6 Anyinya ọfia nakwu-ga n'enu ngongo kwu-ga nkiti, fa natu ụme dika nkita ọfia; anya-fa dalu ugbò, makana afifia adirọ.

7 Ọbu ezie na ajọ omume-ayi naza nemedide ayi, ma welu maka ifi afa-I welua ọlu, Ngi Jehofa: makana idacigha-azu-ayi rili nne; ayi emego njọ medide I. 8 Ngi atumanya Israel, onye-nzọputa-ya n'ọge nkpa, gini melu Iji di ka ọbia n'ani, maọbu onye ije nke banyelu inwu ula? 9 Gini melu iji di ka onye ife gbasili-ghali nca, dika dike nke napurọ izọputanu? ma Nginwa, Jehofa, nọ n'etiti ayi, anakpọkwasi ayi afa-I; arapukwana ayi.

10 Nọnwọ ka Jehofa gwalu ndi nka, Ọbu nọfu ka fa si wefu nfughali n'anya; fa edeberọ ukwufa: nyabu na ife-fa adasọ Jehofa; kita ka Ọgecet ajọ omume-fa, welu azi njọ-fa-ga neta fa. 11 J

hofa wesim, Ekpekwana ekpelu maka ndi nka maka ọdi-nma-*fa*. 12 Mgbe fa nebu ọnu, Mmanu ákwá-fa; mgbe fa culu aja nsule na aja nni, ife-fa amasọm: ma Munwa geji nmà na ugani, na ajọ ọya, weme ka fa gwusia. 13 Mwesi, A, Dinwenum Jehofa! ne, ndi-amuma gwalu fa, si, Unu amafu nmà, nke ugani gada unu; ma agamenye unu ndokwa di ncekwube n'ebe a. 14 Jehofa wesim, Ndi-amuma nama ife así n'afam: ezirọm fa, nke Mnetili fa iwu, nke Mnagwa fa: fanwa namalu unu amuma nke bu ọfù así, na ifu-ndi-mọ, na ife nkiti, na aghughọ obi nke fa. 15 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ maka ndi-amuma nama n'afam, ma Munwa eziro fa, ma fanwa nasi, Nmà na ugani amadi n'ani a: si fa, Nmà na ugani ka ageji me ka ndi-amuma afu n'onwefa gwusia. 16 Ndi fanwa namalu amuma ka agetufusi n'ilo di-ga na Jerusalem sitena nmà na ugani; fa amenwe onye geni fa, fanwa, na nwunye-fa, na umu-fa ndikom, na umu-fa, umu-nwayi: makana agamerukwasi fa ajọ ife-fa. 17 Igagwa azi fa okwu nunwa, Ka anyam nerusisi anya-mili kwa ucici na efifie, ka fa ghalu ikwusi nca; makana nwa-agbọ anemeluro emelu bú ada ndi nkem ka eji nuku ntili wetili, na imelu aru jọgbulu onweya. 18 Ọbuluna apuam n'ọzala, ne, ndi eji nmà gbu! mbata azi nime obodo, ne, ndi ugani nanwu aru! makana ka amuma ka onye ncu-aja nagaghali n'ani fa amarọ *ife*.

19 Inajusili Juda nca ka? nkpulu-obi-I nemelu Zaion izize ka? gini melu Iji etigbu ayi, ma ife ọzizọ adirọlu ayi? Ayi tululi anya ndokwa, ma ezi ife abiarọ; na ọge ọzizọ, ne imebi obi! 20 Jehofa, ayi malu ife-ọiọ-ayi, na ajọ omume nke nna-ayi-

Digitized by Google

fà: makana ayi emego njọ medide I. 21 Enenikwana *ayi*, maka ifi afa-I; anikwana ukpo nke otuto-I: ceta, emebikwana àgbà ayi na I melu. 22 Ọnwelu ife ọbuna n'etiti ife nkiti nke mba-ga geme ka mili zo ka? ma-ọbu enu-igwe geme ka nsanṣa mili zo? ọburọ Nginwa bu Onye afu, Jehofa Cuku-ayi? nyabu na Ngi ka ayi ganege; makana Nginwa melu ife ndia nine.

15 1 Jehofa wegwam, si, Moses na Samuel kwulugodu n'irum, ma nkpulu-ọbim amadi n'ebe ndi nka nọ: cupu fa n'irum, ka fa puba. 2 Ọgeme azi, na mgbe fa si i, Ebe ka ayi gapusi? igagwa fa, si, Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ndi dili ọnwu, gapuku ọnwu; ndi dili nmà, apuku nmà; ndi dili ugani, apuku ugani; ndi dili idọ-n'agha, apuku idọ-n'agha. 3 Agamaroputa uzọ ife inọ ibu isi-fa, ka Jehofa kwulu: nmà igbu egbu, na nkita idọkali adọkali, na anu-ufe nke ígwé, na anu ọfia di-ga n'ani, ilicapu na imebi. 4 Agameme ka anatughalili fa n'etiti ani-eze nine nke uwa, maka ifi Manase nwa Hezekaia eze Juda, maka ife Ọmelu na Jerusalem. 5 Ma onye gemelu i ebele, ngi Jerusalem? ka-ọbu onye gerulu i uru? ka-ọbu onye gesi n'uzọ puruka iju maka ndokwa-i? 6 Nginwa ajugom, ka Jehofa kwulu, idacighago azu: Mwesetipu akam imedide i, wemebie i; ike nlogha agwugom. 7 Ewelugom ife nfuca wefuca fa n'ọnuuzọ-ilo di-ga n'ani; apunalugom *fa* umu-fa, emegom ka ndi nkem na n'iyi; fa akesirọ n'uzọ-fa cighata. 8 Umu-ajadu-fa bakalili uzuzu orimili nnu n'ebe Mnọ: emegom ka onye nbibi dakwasi fa imedide nne umu-ikolọbia n'efifie-nabọ: emegom ka ife olulo na akpajiji dakwasi ya na ntumade. 9 Onye mulu isa nata aru; okubego; anya-anwu

ya adagoli ka ci dilili; ọmego ifele ewemenye ya ifele n'iru: ndi gbọputa-azi-li nime fa ka Mgaranye na nmà n'iru ndi-ilo-fa, ka Jehofa kwulu.

10 Afufu dilim, nnem, na imutalum onye esemokwu na onye ọgu n'ebe uwa nine nọ! ezinyerọm *ego* n'ina uma; nke madu nezinyem n'uma; *ma* fa nine n'ofu n'ofu nakpọm iyi. 11 Jehofa sili, Ezie agamagba i ume *ime* ezi ife; ezie agameme ka onye ilo nayọ i n'ọge ajọ ife na ọge nkpa.

12 Ọnwelu onye gakpâji ígwè, bú ígwè si n'Ugwu puta, na ọna-ọku ka? 13 Ife inwelu na àkù-i-ga ka Mgenye ka akwali fa nákwu ugwọ, nke afu bu maka njọ-i nine, ọbunadu n'ókè-ani-i nine. 14 Agameme ka *fa* solu ndi-ilo-i gafe ani inamarọ: makana ọku nwulu n'iwem, nke gele n'aru-unu.

15 Jehofa, Nginwa malu: cetam, neta-azim, ka Ibọlum ndi namanyem; ewepukwanam n'ewe-iwe-I ọsisọ: malu na ọbu maka ifi I ka mji edi nkpali. 16 Afugo okwu-I-ga, mwelie fa; okwu-I bulum ngoli na aṅuli nke obim: makana akpọkwasilim afa-I, Jehofa Cuku nke usu *ndi agha*. 17 Anọrọm n'izu nke ndi negwuli egwú, nke mnegoli: sọm ofu nọ makaifi aka-I; makana Iji ajọ iwe wemejuputam. 18 Gini melu ife-ngbum ji di ọkpu, imelu-arum ji jọgbue onweya, ju azi izọ azọ? Igabulum sọ *mili-iyi* nalafu alafu, dika mili amanecekwube ecekwube?

19 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si, Ọbuluna icigha, agameme azi ka icigha, ka iwekwulu n'irum; ọbulu azi na iweputa ife oke ọnu n'ife neloro elo, igadi ka ọnum: fanwa gecighakute i, ma nginwa amecighakute fa. 20 Agameme azi ka ibulu ndi nka aja-odido eji ọna ọku wedo; fa gananuso i ọgu, ma fa amakali i: makana Munwa nọnyelu i izọputa i na inaputa i, ka Jehofa kwulu. 21 Aga-

manaputa i n'aka ndi ajọ madu, agamagbaputa azi i n'aka ndi di egwu.

16 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Anukwa-na nwunye, nke igamu umu ndikom na umu nwayi n'ebe a. 3 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu maka umu ndikom na umu nwayi amulu n'ebe a, na maka nne-fa ndi mulu fa, na maka nna-fa azi ndi mulu fa n'ani a: 4 Fa ganwu n'ajọ ọya di-ga n'ice n'ice; amakwalu fa ákwá, nke ageni fa eni; fa gadi ka nsi n'ani: nmà na ugani geme ka fa gwusia; ozu-fa gabulu anu-ufe nke igwe, na anụ ọfia di-ga n'ani ife olili. 5 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu, si, Abakwana n'unọ olili ikwa ozụ, nke ineje ikwa ákwá, nke inerulu fa uru: makana ewepụgolụm ndi nka ndokwam, ka Jehofa kwulu, *bú* afọ-ọma na ebele. 6 Ka nuku ka ọbele ganwu n'ani a: ameni fa eni, nke agakwalu fa ákwá, nke madu neyikasi onwefa, nke fa gekposisili fa isi: 7 nke agekenye *madu ife olili* maka fa n'ikwa ozu, iji tasi onwefa obi maka ndi nwulu anwu; nke madu gebunye fa iko ntasi-obi ka fa la maka nna-fa ma-ọbu nne-fa. 8 Ọzọ imeje n'unọ ọlila manya inọnyelu fa, ka iweneli nala. 9 Makana nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Ne, agameme ka onu ngoli, na onu aṅuli, na onu onye nulu nwunye ọfu na onu nwunye ọfu, kwusi n'ebe a, n'anya-unu na ubọsi-unu. 10 Ọgeme azi, na mgbe igegosi ndi nka okwu nine ndia, fa ewesi i, Maka ginizi ka Jehofa ji kwucasia nuku ajọ ife nine a medide ayi? ma-ọbu kezi njọ-ayi nke ayi medidelu Jehofa Cuku-ayi? 11 igagwa azi fa, si, Makana nna-unu-fà agbanarigom, ka Jehofa kwulu, jesobe cuku ọzọ

ga, fe azi fa, sekpulu fa, gbanari-azim, fa edeberọ iwum; 12 ununwa emego azi ajọ ife kalia nna-unu-fà; makana, ne, unu nakpaghali ebe onye anọna ọnakpaso isi-ike ajọ obi-ya, unu weghalu inu onum: 13 nyabu na agamacuputa unu n'ani a, cuga unu n'ani unu namarọli, ka ununwa ka nna-unu-fà; ebe afu ka unu ganefebezia cuku ọzọga efifie na ucici; makana Mmegosizi unu iru-ọma.

14 Nyabu, ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, nke amanekwunutazi, Etu Jehofa difu ndu, Nke si n'ani Ijipt kpọgota umu Israel: 15 ma, Etu Jehofa difu ndu, Nke si n'ani Ugwu, na ani nine ebe Ọcugalu fa, kpọgota umu Israel: agamakpọcigha azi fa n'ani Mnyelu nna-fa. 16 Ne, agamezi ozi imelime ndi ọkù, ka Jehofa kwulu, fa gakulu fa; emesizia agamezi ozi ọtutu ndi egbeni, fa gesi n'enu ugwu nine, na enu ngongo nine na ugbò nkpuma-ga, wecu nta fa. 17 Makana anyam di n'uzọ-fa nine: ezoberọ fa n'irum, nke anekpudo ajọ omume-fa n'anyam. 18 Nke mbu agamenyecigha fa ajọ omume-fa na njọ-fa nmaji; makana fa ewelugo ozu ife-fa nemem izize wemelua anim, welu azi ife-alu-fa-ga kpojue ùkwùm. 19 Ngi Jehofa, ikem, na ebe nkem sili ike, ebe-ngbabam n'ubọsi nkpa, mba nine gesi n'ebe uwa jedebelu webiakute Nginwa, nasi, Nna-ayi-fà litalu sọ así n'ùkwù, *bú* ife nkiti na ife nabarọ n'ife. 20 Madu gakpulu onweya cuku-ga, nke naburọzi cuku ka? 21 Nyabu, ne, agameme ka fa malu, sọ ofu nje a ka Mgeme ka fa malu akam na ikem; fa gamalu na afam bu Jehofa.

17 1 Eji pen ígwè *na* ọnunu daiamond wede njọ Juda: atulu ya n'enu obi-fa, na mpi ebe icu-aja-unu-ga; 2 ebe umu-fa nelota ebe-icu-aja-

fa-ga na Aṣerim-fa n'usọ osisi ndu n'enu ngongo di-ga enu. 3 Ngi ugwum di n'ọzala, agamewelu ife inwelu na àkù-i nine nye ka fa bulu ife nkwali, *na* ebe nke i di-ga enu, maka ifi njọ, n'ókè-ani-i nine. 4 Ngi, sitena onwei, gakwusi n'ùkwù-i Mnyelu i; agameme azi ka ifebe ndi-ilo-i n'ani inamarọ; makana unu afunwugo ọku n'iwem nke ganele ebe-ebe.

5 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, si: Ibu-ọnu nadili onye cekwubelu madu, me ka madu bulu aka-ya, onye obi-ya napuruka arapu Jehofa. 6 Makana ọgadi ka tamarisk n'ọzala, ọmafu mgbe ezi ife biana; ma ogebili n'ebe ọkpọnku n'ọfia kwu nkiti, ani nnu ebe madu nebirọ. 7 Ngọzi nadili onye cekwubelu Jehofa, onye Jehofa bu ife-ncekwubeya. 8 Makana ọgadi ka osisi akulu n'ikpele miliga, nke nawasasi nkpọlọgwugwu-ya n'usọ orimili, nke manatu egwu ma okpomọku bia, ma akwukwọya gadicasi ndu; ọmanatu uce n'arọ mili nezorọ, nke ọnakwusi imi nkpulu. 9 Obi nalafukali ife nine na nlafu, ọjọgbulu onweya: onye gama ya? 10 Munwa Jehofa nenyoca obi, nanwa azi akuluga, ka Mwenye azi madu ọbuna ka uzọ-ya si di-ga, ka nkpulu nke omume-ya-ga si di. 11 *Ka* ọkwà nke nekpokọba *umu* ọnaburọ *si di, ọbu nọfu ka* onye nakpa àkù nke naburọ n'ikpe *kwu ọtọ si di;* fa garapu ya n'etiti ubọsi-ya, n'ikpe-azu-ya azi ọgabulu onye nsọkwu.

12 Ọnọdu ebe-nsọ-ayi bù ukpo nke otuto, adọbalu n'enu sitena isi-nbido. 13 Ngi Jehofa, bú atumanya Israel, ndi nine gbanarili I geme ifele; ndi rirukalu n'ebe Mnọ ka agedenye n'ani, makana fa agbanarigo Jehofa, bu isi-iyi mili *nenye* ndu. 14 Zọm, Ngi Jehofa, na agazọm; zọputam, na agazọputam: makana Nginwa bu otutom. 15 N

fanwa nasim, Kedu okwu Jehofa? ya bia kita. 16 Ma munwa, emerọm ngwa ipu n'iso I izù azù; nke mnacọ ubọsi jọgbulu onweya; Nginwa malu: ife si n'egbugbele-ọnum puta, di n'iru I. 17 Abukwanalum akpajiji: Nginwa bù ebe-ngbabam n'ubọsi ajọ ife. 18 Ka ifele me fa, bú ndi namanyem, ma ka ifele ghalu ime munwa; ka emebie fanwa obi, ka aghalu imebi munwa obi: me ka ubọsi ajọ ife kwudo fa, tilie fa nmaji nabọ.

19 Nọnwọ ka Jehofa gwalum, si: Je, kwulu n'ọnu-uzọ-ilo ndi nkiti, nke ndi-eze Juda nesi abata, na nke fa nesi apu, n'ọnu-uzọ-ilo nine nke Jerusalem azi; 20 si fa, Nulunu okwu Jehofa, unu ndi-eze Juda, na Juda nine, na ndi nine bi na Jerusalem, ndi nesi n'ọnu-uzọ-ilo ndia aba; 21 nọnwọ ka Jehofa kwulu: Kpacalunu onweunu anya, unu ebuna ibu mbọsi sabat, nke unu gesi n'ọnu-uzọ-ilo Jerusalem bubata *ya;* 22 nke unu gesi n'unọ-unu buputa ibu n'ubọsi sabat, nke unu galu ọlu ọbuna: ma donu ubọsi sabat nsọ, ka Msi tili nna-unu-fà n'iwu; 23 ma fa anurọ, nke fa nege nti, ma fa kwekebelu onu-fa, ka fa ghalu inunu, ghalu azi inalu idọ-nti. 24 Ọgeme azi, na ọbuluna unu anu onum ọfuma, ka Jehofa kwulu, ighalu isi n'ọnu-uzọ ilo obodo a bubata ibu mbọsi sabat, kama ya ido ubọsi sabat nsọ, ighalu ilu ọlu ọbuna nime ya; 25 ndi-eze na ndi-isi ndi nọkwasi n'ukpo Defid ewesi n'ọnu-uzọ-ilo obodo a bata, ugbọ-ani na anyinya ebulu fa, *bú* fanwa, na ndi-isi-fa, ndi Juda, na ndi bi na Jerusalem: obodo a genwe azi ndi gebi ya ebe-ebe. 26 Fa gesi n'obodo di-ga na Juda, na ebe dirubelu Jerusalem okilikili, na ani Benjamin, na ani ntela, na ugwu-ga, Adagbe, bia bute ife àjà nsule, na àjà nkiti, na

àjà nni, na frankinsens, bute azi ekene *ka ọbulu àjà*, n'unọ Jehofa. 27 Ma ọbuluna unu anurọ onum ido ubọsi sabat nsọ, na ighalu ibu ibu webata n'ọnu-uzọ-ilo-ga nke Jerusalem n'ubọsi sabat; agamafu-nwu ọku n'ọnu-uzọ-ilo-ya-ga, ọgalacapu nuku unọ di-ga na Jerusalem, amemenyuzi ya emenyu.

18 1 Okwu nke si n'aka Jehofa webiakute Jeremaia, si, 2 Binie gbada be ọkpu-ite, n'ebe afu ka Mgeme ka inu okwum-ga. 3 Mwe-gbada be ọkpu-ite, ne, ọnalu ọlu-ya na wīl-ya. 4 Ka ite ọkpu-ite ji ulọ akpu mebisili n'aka ọkpu-ite afu ọkpugha ya ite ọzọ, ka osi kwulu ọtọ n'anya ọkpu-ite afu ikpunu.

5 Okwu Jehofa webiakutem, si, 6 Unu unọ Israel, apurọm ime unu ka ọkpu-ite nunwa *si eme* ka? ka Jehofa kwulu. Ne, ka ulọ si di n'aka ọkpu-ite, nọfu ka ununwa si di n'akam, unu unọ Israel. 7 N'ọge Mgekwu maka ofu mba, na maka ofu ani-eze, iropu na itikpọ na ime ka ọna n'iyi; 8 ọbuluna mba afu, nke Mkwulu maka ya, esi n'ajọ ife-fa cighata, agamelogha azi n'ajọ ife Mzu-belu ime fa. 9 N'ọge Mkwu-azi-li maka ofu mba, na maka ofu ani-eze, iluni *ya* na iku *ya;* 10 ọbu-luna ọme ajọ ife n'anyam, weghalu inu onum, aga-melogha n'ezi ife afu, nke Msi na agameji melu fa ezi ife. 11 Nyabu biko, jebe, gwa ndi Juda, na ndi bi na Jerusalem, nasi, Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ne, Munwa nakpu ajọ ife imedide unu, zue izuzu medide unu: biko cighanu ebe onye anọna ya si n'ajọ uzọ-ya cigha, dozienu uzọ-unu-ga na omume-unu-ga. 12 Ma fa sili, Ncekwube adirọ: makana ayi ganejeso izuzu aka ayi, ayi geme azi ebe ony-anọna ka isi-ike nke obi-ya si di.

Digitized by Google

13 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Biko juanu n'etiti mba-ga, onye nunulu ife di-ga nọfu; nwa-agbọ anemeluro *emelu* bú Israel emego ife itulu ize agadaga. 14 Sno nke Lebanon garapu nkpuma di n'ọzala ka? *ka-ọbu na* mili julu oyi sili n'ebe telu aka erudata ganatakọlọ? 15 Makana ndi nkem ecezọgom, fa esulegolu ife neloro elo ife ísì usọ; fa emego ka fa sọ ngọngọ n'uzọ-faga, n'ọkpu-uzọ gbo-ga, ije n'uzọ ọwele-ga, n'uzọ anakwaniro akwani; 16 ime ka ani-fa bulu ife itu-n'anya, bulu azi ife ima-ọsọ ebe-ebe; ọgatu onye ọbuna si n'ebe afu ga n'anya, ọgeferube azi isi-ya. 17 Agamakpasasi fa n'iru onye ilo dika ikuku iru-anya-anwu; agameme ka fa fu azum, ọburọ irum, n'ubọsi nuku afufu-fa.

18 Fa wesi, Bianu, ka ayi zuelu Jeremaia izuzu; makana iwu amesi n'aka onye ncu-aja na n'iyi, nke alo nesi n'aka onye amamife, nke okwu nesi n'aka amuma. Bianu, ka ayi welunu ile tie ya ife, ka ayi ghalu iña nti n'okwu-ya.

19 Nam nti, Ngi Jehofa, nulu onu ndi nalusom uka. 20 Ageji ajọ ife wenyecighalu ezi ife ka? makana fa gwulu nkpulu-obim ọbù. Ceta ka msi kwululi n'iru I ikwulu fa ezi ife, iripu iwe-I di ọku n'aru-fa. 21 Nyabu cili umu-fa nye ugani, ralu fa nye n'aka nmà; ka inyeme-fa gbalu aka nwa, bulu azi ndi-ajadu; ka ọnwu gbube ndikom-fa, ka ewelu nmà gbue umu-ikoloọbia-fa n'agha. 22 Ka anu ákwá n'unọ-fa-ga, mgbe Igeji me ka usu ndi agha wakpo fa na ntumade: makana fa gwulu ọbù iji nwudem, sielu ukwum ọnya. 23 Ma, Nginwa, Jehofa, malu alo nine fa tulu imededem ka fa wegbuem; ekpucikwana ajọ omume-fa, nke Ineficapu njọ-fa n'iru-I: ma ka

eme ka fa sọ ngọngọ n'iru I; meso fa n'ọge iwe-I.

19 1 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Je, ka igota ududu ọkpu-ite, *kpọlu* ọnwọ na ndi-ikenye ndi *Israel*, na ọnwọ na ndi-ikenye ndi ncu-aja; 2 pulue na mgbulugudu nwa Hinom, nke di na nbata nke ọnu-uzọ-ilo Hasit, kwusa okwu-ga Mgagwa i n'ebe afu: 3 si, Nulunu okwu Jehofa, unu ndi-eze Juda, na ndi bi na Jerusalem; nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi-agha*, Cuku nke Israel, kwulu, Ne, agameme ka ajọ ife dakwasi ebe a, nke onye ọbuna nulu, nti-ya gazu wuluwulu. 4 Makana fa agbanarigom, me ebe a ani madu, sulelu cuku ọzọ-ga ife ísì usọ n'ebe a, ndi fa namarọ, fanwa na nna-fa na ndi-eze Juda; welu ọbala ndi nemerọ ajọ ife rujue ebe nunwa; 5 luzie ebe di-ga enu nke Beal, irugbu umu-fa n'ọku icunyelu Beal àjà nsule; nke Mnetirọ n'iwu, nke Mnekwu, nke ọnabatamli n'obi: 6 maka ya, ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, nke amanakpọnwozi ebe a Tofet, ma-ọbu Mgbulugudu nwa Hinom, ma *agakpọ ya* Mgbulugudu Ogbugbu. 7 Agamerusi alọ Juda na Jerusalem n'ebe a; agameme ka fa danye na nmà n'iru ndi-ilo-fa, sitena aka ndi nacọ ndu-fa: ozu-fa ka Mgenye ka fa bulu anu-ufe nke igwe, na anu ọfia di-ga n'ani, ife olili. 8 Agameme ka obodo a bulu ife itu-n'anya, na ife ima-ọsọ; ọgatu onye ọbuna si n'ebe afu ga n'anya fa gama ọsọ maka ajọ itali nine di ya. 9 Agameme ka fa lie azi anu umu-fa ndikom na anu umu-fa umunwayi, fa geli azi ebe onye anọna anu ibe-ya, na nnọcịbido na nkpagbu, nke ndi-ilo-fa, na ndi nacọ ndu-fa, gakpagbu fa. 10 Igetili azi ududu afu n'a-

nya ndi nine so i weje, 11 igasi fa, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, si: Nọnwọ ka Mgesi tili ndi nka na obodo a, dika etilili ite ọkpu-ite, nke anapurọ idozinwozi ọzọ: ageni azi ozu na Tofet, wenye uzọ aghalu idizi ininu. 12 Nọnwọ ka Mgeme ebe a, ka Jehofa kwulu, na ndi nine bi ya, *ọbunadu* ime obodo a ka Tofet: 13 unọ di-ga na Jerusalem, na unọ ndi-eze Juda, nke emelugolu, gadi ka ebe Tofet, bú unọ nine fa nesulelu usu ife di-ga n'igwé ife ísì usọ n'enu fa, rusa-azi-li cuku ọzọ-ga àjà ife ọlila.

14 Jeremaia wesi na Tofet cigha, ebe Jehofa zigalu ya-li ima amuma; ọwekwulu n'ogige unọ Jehofa, gwaba ndi afu nine, si: 15 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu, Ne, agameme ka ajọ ife nine Mkwugolu medide ya dakwasi obodo a na obodo-ya nine; makana fa ekwekebego onu-fa, ka fa weghalu inu ọkwum-ga.

20 1 Paṣua nwa Ima onye ncu-aja, onye buli isi n'unọ Jehofa, wenu ka Jeremaia nama amuma okwu ndia. 2 Paṣua wetie Jeremaia onye amuma, kpọba ya ọgba nke di n'ọnu-uzọ-ilo di enu nke Benjamin, nke di n'unọ Jehofa. 3 Oluzia ka ci folu, Paṣua wekpọpu Jeremaia n'ọgba. Jeremaia wesi ya, Jehofa aguro i-li afa Paṣua, ma Megoa-misabib. 4 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu, si, Ne, agameme i ka ibulu ife egwu n'ebe ngi n'onwei, na ndi nine fulu i n'anya, nọ: fa gada na nmà ndi-ilọ-fa, anya-i gafu azi ya: agamakpọkọlu Juda nine nye n'aka eze Babilon, ọgadọlu fa n'agha je na Babilon, welu nmà gbusi-sie fa. 5 Agamewelu azi ife nine akpakọbalu n'obodo nka, na elele nine di ya, na ife oke ọnu nine di ya, nye, eye, àkù nine ndi-eze Juda

nwelu ka Mgenye n'aka ndi-ilo-fa, ndi gakwali fa, cili fa, cili fa je na Babilon. 6 Agadọlu azi nginwa, Paṣua, na ndi nine bi n'unọ-i, n'agha: igabia na Babilon, n'ebe afu ka iganwu, n'ebe afu ka ageni azi i, nginwa, na ndi fulu i n'anya, bu ndi inamalu amuma asi.

7 Ngi Jehofa, Ilanyegolum, ewelanyem: Ikam ike, Iweka: anamabu ife amu ogonogo ubọsi nine, madu nine nemem akaje. 8 Makana kwa mu ekwuna okwu, akpọm nkpu; Mnakpọ, si, Ife-ike na nbibi: makana okwu Jehofa abulugom ife nkpali, na ife akaje, ogonogo ubọsi nine. 9 Ọbulu azi na ekwuem, si, Mmefota Ya, nke mgekwuzi n'afa-Ya ọzọ, ọdi n'obim dika ọku nele ele ekpucibidolu n'etiti ọkpukpum-ga, ike agwum inado *ya*, apurọzim. 10 Makana anugom nkpali nke imelime, egwu n'akuku nine. Weputanu *ya* n'Ifè, na ayi geweputa ya n'Ifè, *ka* ndi-ukpam nine *kwulu*, bu ndi nece n'akukum, ike na agalanye ya, ayi eweka ya, bọlu ọ́bọ̀ ayi n'aru-ya. 11 Ma Jehofa nọnyelum dika onye di ike *na* onye di egwu: nya ka ndi namanyem geji sọ ngọngọ, fa amaka: ifele geme fa agadaga, makana fa emerọ ka ndi nwelu amamife, agemenye fa ifele ebe-ebe n'iru nke amanecezọnuta ecezọ. 12 Ma, Ngi Jehofa nke usu *ndi agha*, Nke nanwa onye ezi omume, Nke nafu akulu-ga na obi, ka mfu ọ́bọ̀-I n'arufa; makana Ngi ka mkpughelu okwu ikpem. 13 Bunyenu Jehofa abu, tobenu Jehofa: makana Ọnaputago nkpulu-obi ọgbenye n'aka ndi neme ajọ ife.

14 Ibu-ọnu dili ubọsi amulum: ka aghalu igọzi ubọsi nnem mulum. 15 Ibu-ọnu dili onye butelu nnam ozi, si, Amutalu i nwa nwoke; neme ya ka ọ̀ñulia nọ aṅuli. 16 Ka onye afu di ka obo

do afu-ga nke Jehofa kwatulu, nénwe nlogha: ka ọnu ákwá n'ututu, na nkpọtu *agha* n'efifie-nabọ; 17 makana ogburọm n'ọge mnọ n'afọ; nnem ewebulum ini, afọ-ya anebum mgbe nca. 18 Maka gini ka mji si nime afọ puta ifu afufu na uru, ifele ewesi nọfu me ka ubọsim gwusia?

21 1 Okwu nke si n'aka Jehofa webiakute Jeremaia, mgbe eze Zedekaia ji zitalu ya Paṣua nwa Malkaia, na Zefanaia nwa Measaia onye ncu-aja, si, 2 Biko, jualu ayi ase n'aka Jehofa; makana Nebukadreza eze Babilon nebuso ayi agha: ike na Jehofa gemeso ayi ka ọlu-ebube-Ya nine si di, ka Ọwepualu ayi.

3 Jeremaia wesi fa, Nọnwọ ka unu gagwa Zedekaia, si: 4 Nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Israel, kwulu, si, Ne, agamewecigha ife agha nke di-ga n'aka-unu, nke ịnunwa ji buso eze Babilon, na ndi Kaldea ndi nọcibidolu unu, agha, n'azu ajaodido, agamekpokọba fa n'etiti obodo a. 5 Mu n'onwem geji aka esetipulu esetipu na ọgwe-aka sili ike webuso unu agha, ọbunadu n'iwe, na ọnuma, na nuku iwe. 6 Agameti azi ndi bi n'obodo a, ka madu, ka anumanu: fa ganwu n'ajọ ọya nefe efe. 7 Emesizia, ka Jehofa kwulu, agamaralu Zedekaia eze Juda, na ndi-odibo-ya, na ndi *Israel*, bú ndi gagbọputa n'obodo a n'ajọ ọya afu, na nmà-agha, na ugani, nye n'aka Nebukadreza eze Babilon, na aka ndi-ilo-fa, na aka ndi nine nacọ ndu-fa: ogeji ọnu nmà wegbu fa; ọmarapu fa, nke ọgeme ebele, nke ọgeme afọ-ọma. 8 Igagwa azi ndi nka, si, Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ne, ecem n'iru unu uzọ ndu na uzọ ọnwu. 9 Onye dide n'obodo a ganwu na nmà, na ugani, na ajọ

ọya: ma onye pulunu, daba azi n'aka ndi Kaldea ndi nọcibidolu unu, ọgadi, ndu-ya gabulu ya ife nkwali. 10 Makana edogom irum n'obodo a maka ajọ ife, ọburọ maka ezi ife, ka Jehofa kwulu: agaranye ya n'aka eze Babilon, ogesunye ya ọku.

11 Nulunu okwu Jehofa maka unọ eze Juda azi: 12 Unu unọ Defid, nọnwọ ka Jehofa kwulu Welunu ututu kpe ikpe, naputa-azi-nu onye akwalili akwali n'aka onye nmegbu, maka ọnumam apukwa ka ọku, lebe nke onye ọbuna manemenyu ya, maka ajọ ife nke omume-unu-ga. 13 Ne, anamemedide i, ngi onye bi na mgbulugudu, *na* nkpuma nke ani ntela, ka Jehofa kwulu; unu ndi nasi, Onye gagbadata imedide ayi? ka-ọbu onye gaba n'ebe-obi-ayi-ga? 14 agamenye azi unu afufu ka nkpulu nke omume-unu si di, ka Jehofa kwulu: agamafunwu ọku n'ugboko-ya, ọgalacapu ife nine dirubelu ya okilikili.

22 1 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, si: Gbada n'unọ eze Juda, kwue okwu a n'ebe afu, 2 si, Nulu okwu Jehofa, ngi eze Juda, nke nọ-kwasi n'ukpo Defid, nginwa, na ndi-odibo-i, na ndi-i nesi n'ọnu-uzọ-ilo ndia abata. 3 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, si: Kpenu ikpe me-azi-nu ezi omume, naputa-azi-nu onye anakwali akwali n'aka onye nmegbu: emegbunanu ọbia, na onye nenwerọ nna, na ajadu, emenanu fa ife-ike, nke unu gagbafu ọbala nemerọ ajọ ife n'ebe a. 4 Makana ọbuluna unu eme ife a ọfuma, ndi-eze ndi nọcili anya Defid n'ukpo-ya gesi n'ọnu-uzọ-ilo-ga nke unọ a bata, ugbọ-ani na anyinya ebulu fa, yanwa, na ndi-odibo-ya, na ndi-ya. 5 Ma ọbuluna unu amanu okwu ndia, ewelum Onwem nua iyi,

Jehofa kwulu, na unọ a gatọgbọlili nkiti. 6 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu maka unọ eze Juda: Nginwa bulum Gilead, *na* isi Lebanon: *ma* agharọm ime i ka ibulu ọfia kwu nkiti, *na* obodo-ga madu nebirọ. 7 Agamedo azi ndi nbibi nsọ imedide i, onye na ife-agha-ya: fa gegbutusi sida-i kasi nma, kponye fa nime ọku. 8 Imelime mba ganesi n'usọ obodo a naga, fa ganagwalita ibe-fa n'ofu n'ofu, si, Maka gini ka Jehofa ji si nọnwọ me nuku obodo a? 9 Fa gasi azi, Ọbu makana fa rapulu àgbà Jehofa Cuku-fa, sekpubelu cuku ọzọ-ga, febe fa.

10 Akwanalunu ozu akwa, nke unu nerulu ya uru: ma kwasienu ike maka onye nirili eniri; makana omecighazi ọzọ, nke ọnafu ani amulu ya ọzọ. 11 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu maka Ṣalọm, nwa Josaia, eze Juda, nke neci n'ọnọdu nna-ya Josaia, nke si n'ebe a niri: Omecighazi ebe a ọzọ; 12 ma n'ebe fa dọlu ya n'agha je, n'ebe afu ka ọganwu, ọmafu ani a ọzọ.

13 Afufu dili onye ji ajọ omume alu unọ-ya, ji ikpe nakwurọ ọtọ alu ime-unọ-ya, onye ibe-ya nefe ma ọdakwu ya ugwọ, nke ọnenye ya ife ọlutalu; 14 onye nasi, Agamalulu onwem obodobo unọ na ime-unọ folu iru, ọwebeputalu onweya windo-ga; ewelu sida macasia enu-ya, ewelu azi ife nme-nme te ya. 15 Iganeci, makana nginwa nagba mbọ ika *n'inwe* sida ka? nna-i eliroli la, kpe ikpe *kwu ọtọ* me ezi omume ka? mgbe afu ọwedili ya nma. 16 Ọkpelu ikpe onye ebudalu ebuda na ọgbenye; mgbe afu ọwedi nma. Nka aburọ imam ka? ka Jehofa kwulu. 17 Ma anya-i nabọ na obi-i dikwasi sọ n'ilita elele, na igbafu ọbala nemerọ ajọ ife, na nmegbu, na ife-ike, ime

ya. 18 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ maka Jehoiakim nwa Josaia, eze Juda, si: Fa amakwalu ya ákwá, *nasi*, Éwù nwa-nnem nwoke! maọbu, Éwù nwa-nne nwayi! fa amakwalu ya ákwá, *si*, Éwù dinwenu-ayi! ma-ọbu, Éwù ebubeya! 19 Ageni ya ka esi ọni anyinya-ibu, kpuputa tufue n'azu ọnu-uzọ-ilo-ga nke Jerusalem.

20 Rọgo na Lebanon, gakwaba akwa; wenie onu-i enu na Beṣan: si n'Abarim kwaba; makana etilisigo ndi nine fulu i n'anya. 21 Agwalum i okwu ka inọ n'eze-ndu; ma ikwulu, si, Mmanu. Nka *abulugo* uzọ-i site ka idi na nwata, na idanu onum. 22 Ifufe gazu ndi-ọzùzù-atulu-i nine, ndi nine fulu i n'anya ka agadọlu n'agha: ezie mgbe afu igeme ifele agemenye azi i ifele n'iru n'ajọ ife-i nine. 23 Ngi onye bi na Lebanon, onye naku akwu-i na sida-ga, nekene ka agesi metalu i ebele be mgbe ife olulo lobelu i, ife ngbu dika nke nwayi ime neme! 24 Etu Munwa difu ndu, ka Jehofa kwulu, ọbulugodu na Konaia nwa Jehoiakim eze Juda bu ife iri-ama n'aka-nnim, ma agamadọputa i n'ebe afu; 25 agamaranye azi i n'aka ndi afu bú ndi nacọ ndu-i, na aka ndi afu bú ndi nginwa natulu egwu, bú n'aka Nebukadreza eze Babilon, na aka ndi Kaldea. 26 Agamacupu ngi, na nne-i mulu i, n'ani ọzọ, ebe anamurọli unu; n'ebe afu ka unu ganwu. 27 Ma ani fanwa tukwasili nkpulu-obi-fa na fa gecighata na ya, ebe afu ka fa manecigha. 28 Nwoke a *bú* Konaia ọbu ite tiwalu etiwa enenili eneni ka? ọbu aya ife-ya nasọrọ usọ ka? kezi ka esi cupu fa, yanwa na nkpulu-ya, wecunye fa n'ani fa namarọ. 29 Ngi ani, ani, ani, nulu okwu Jehofa. 30 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Denu nwoke a

gba aka nwa, nke ọmanagalu ya n'ubọsi-ya: makana ọnwerọ onye ọbuna na nkpulu-ya ọgagalu, nke ganọkwasi n'ukpo Defid, nacinu na Juda ọzọ.

23 1 Afufu dili ndi-ọzùzù-atulu ndi neme ka atulu nke ebe-ita-nnim na n'iyi nakpasa azi fa! ka Jehofa kwulu. 2 Nya ka Jehofa, Cuku nke Israel, ji kwue nọnwọ, medide ndi-ọzùzù-atulu nazù ndi nkem, si: Unu akpasasigo ìgwè-atulum, cufusia fa, ma unu enetarọ fa; ne, agameji ajọ ife nke omume-unu weneta unu, ka Jehofa kwulu. 3 Munwa gesi azi n'ani nine ebe Mcugagolu fa kpokọba ndi gbọputalu n'ìgwè atulu nkem, agameme ka fa cigha n'unọ-atulu-fa; fa ganamu ọmùmù naba uba. 4 Agamakwuba ndi-ọzùzù n'isi-fa ndi ganazù fa: egwu amatuzi fa ọzọ, nke obi nemebi fa, nke onye ọbuna nebe nime fa, ka Jehofa kwulu.

5 Ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, mgbe Mgeji me ka Osisi ezi omume puelu Defid, ọganeci eze neme dika onye nwe-azi-li amamife, ọgekpe ikpe me azi ezi omume n'ani. 6 N'ubọsi-yaga ka agazọputa Juda, Israel gebi n'aru-ofufo: nka bu afa-ya nke aganakpọ ya, Jehofa bù ezi omumeayi. 7 Nyabu, ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, nke fa manekwunutazi, Etu Jehofa difu ndu, Nke si n'ani Ijipt kpọgoputa umu Israel; 8 ma, Etu Jehofa difu ndu, Nke si n'ani Ugwu, na ani nine Mcugalu fa, kpọgoputa nkpulu unọ Israel, dulu azi fa; fa gebi n'ani aka fa.

9 Maka nke ndi-amuma. Obim tilili etili nimem, ọkpukpum nine nemerube; Adim ka onye manya negbu, di azi ka onye lakalili onweya na manya; maka ifi Jehofa, na maka ifi okwu-Ya diga nsọ. 10 Makana ani juputalu na ndi nayi ọyi; makana sitena iñu-iyi ani neru uru; ebe-ita-nni

nke di-ga n'ọfia kwu nkiti akpọgo nku ; ije-ukwu-fa di njọ, ike-fa akwurọ ekelesu. 11 Makana ka amuma ka onye ncu-aja alusigo alu ; eye, nime unọm ka Mfulu ajọ ife-fa, ka Jehofa kwulu. 12 Nya ka uzọ-fa geji di fa ka ebe nanọ anọ n'ọcici : aganakwa fa aka, fa ewedabanye ya : makana agameme ka ajọ ife kwudọ fa, *bú* arọ nnetafa, ka Jehofa kwulu. 13 Afugo-azim ife nsọkwu n'aru ndi-amuma Sameria ; fa ji Beal ama amuma, neme ka ndi nkem Israel jefie. 14 Afugo-azim ife itulu ize n'aru ndi-amuma Jerusalem ; fa nayi ọyi, nakpaghali nime así, fa neme azi ka aka ndi neme ajọ ife sie ike, maka nke afu ọnwerọ onye ọbuna si n'ajọ ife-ya cigha : fa nine dim ka Sọdom, ndi bi nime ya ka Gọmora.

15 Nya ka Jehofa nke usu *ndi agha* ji kwue nọnwọ maka ndi-amuma, si : Ne, agameme ka fa lie wọmwud, me ka fa la mili ònùnù : makana sitena aka ndi-amuma Jerusalem ka ife lulu alu ji wegbasasia n'ani a. 16 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, si, Anunanu okwu ndi-amuma ndi namalu unu amuma ; fanwa nakuzili unu ife nkiti : fa nekwu ọfù nke obi-fa, ma fa adekwu sitena ọnu Jehofa. 17 Mgbe nca ka fa nagwa ndi nenenim, si, Jehofa ekwugo, si, Unu genwe ndokwa ; nagwa azi onye ọbuna nakpaghali n'isi-ike nke obi-ya, si, Ajọ ife amadakwasi unu manca. 18 Makana onye kwulugolu n'izu nke Jehofa, nke ọgafu nu azi okwu-Ya ? onye ṅalu okwum nti, nu azi *ya ?* 19 Ne, oke ifufe Jehofa, *bú* ọnuma-*Ya*, apugo, eye, oke ifufe neferube okilikili : ọgefekwasi n'isi ndi ọjọ. 20 Iwe Jehofa amecigha, genye na mgbe Ọmelu *ya*, genye na mgbe Ọmezulu ife Ozubelu n'obi : n'ubọsi ọdi-n'iru unu gaghọta ya ọfuma.

21 Ezirọm ndi-amuma afu, ma fanwa gbalu ọsọ: agwarọm fa okwu, ma fanwa malu amuma. 22 Ma ọbuluna fa kwuli n'izum, fa akeme ka ndi nkem nu okwum-ga, me azi ka fa si n'ajọ uzọ-fa, na ajọ ife nke omume-fa-ga, cigha. 23 Munwa bù Cuku nọ nso, ghalu ibu Cuku nọtelu aka ka? ka Jehofa kwulu. 24 Onwelu onye ọbuna gezobe onweya n'ebe di nzuzo nke Munwa manafu ya ka? ka Jehofa kwulu. Munwa ejurọ enu-igwe na uwa ka? ka Jehofa kwulu. 25 Anugom ife ndi-amuma kwulu, ndi ji afam ama amuma asi, nasi, Alọgom nlọ, alogom nlọ. 26 One mgbe ka nka ganọdebe n'obi ndi-amuma ndi nama amuma asi; bú ndi nama aghughọ nke obi-fa? 27 ndi nezu ime ka ndi nkem lozọ afam sitena nlọ-fa fa nakọlu ibe-fa n'ofu n'ofu, etu nna-fa si welu maka Beal lozọ afam. 28 Amuma nke ji nlọ, ya kọ nlọ-ya; onye ji okwum, ya welu ncekwube kwue okwum. Kedu ife okpolo ọka bu n'ebe ọka di? ka Jehofa kwulu. 29 Okwum adirọ ka ọku ka? ka Jehofa kwulu; di azi ka otutu netili nkpuma?

30 Nyabu, ne, anamemedide ndi-amuma, ka Jehofa kwulu, ndi nezunalu ibe-fa okwum ebe onye anọna. 31 Ne, anamemedide ndi-amuma, ka Jehofa kwulu, ndi ji ile-fa asi, Okwulu. 32 Ne, anamemedide ndi nama amuma nlọ asi, ka Jehofa kwulu, ndi nakọ azi fa, neme ka ndi nkem nejefie sitena así-fa, na sitena inya-isi nkiti fa: ma Munwa eziọ fa, nke Mnetili fa iwu; nke fa nabalu ndi nka n'ife manca, ka Jehofa kwulu. 33 Ọzọ mgbe ndi nka, ma-ọbu onye amuma, ma-ọbu onye ncu-aja, gaju i, si, Kedu ibu Jehofa nebo? igagwa fa, si, Kedu ibu! agamacupu unu, ka Jehofa kwulu. 34 Onye amuma, na onye ncu-aja, na ndi afu,

ndi gasi, *Ne*, ibu Jehofa nebo, agamenye azi onye afu na unọ-ya afufu. 35 Nọnwọ ka unu gagwa ibe-unu na nwa-nne-unu ebe onye anọna, Gini ka Jehofa zalu? Ginizi ka Jehofa kwulu? 36 Ibu Jehofa nebo ka unu manefotazi ọzọ: makana okwu onye ọbuna gabu ibu-ya; makana unu aghacasigo okwu-ga nke Cuku di ndu, *bú okwu* Jehofa nke usu *ndi agha bú* Cuku-ayi, iru. 37 Nọnwọ ka igagwa onye-amuma, Gini ka Jehofa zalu i? Gini ka Jehofa kwulu? 38 Ma ọbuluna unu asi, *Ne*, ibu Jehofa nebo; nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Makana unu kwulu okwu nka, Ibu Jehofa nebo, ma ezitagolum unu, si, Unu ekwukwana, si, Ibu Jehofa nebo; 39 nyabu, ne, agamecezọ unu nca nca, cupu ka unu, ka obodo Mnyelu unu na nna-unu-fà, n'irum: 40 Agameweta-azi-li unu nkpali ebe-ebe, na ifele ebe-ebe, nke amanecezọ ecezọ.

24 1 Jehofa melu ka mfu, ne, nkata fig nabọ adọbalu n'iru unọ nsọ Jehofa; ka Nebukadreza eze Babilon si na Jerusalem dọlusia Jekonaia nwa Jehoiakim, eze Juda, na ndi-isi Juda, na ndi ìkà, na ndi uzu, n'agha, kpọtasìa fa na Babilon. 2 Fig magbulu onwefa di n'ofu nkata, dika fig ndi bu isì weca: fig jọgbulu onwefa, nke amanata ata, ka fa si jọka, di na nkata ọzọ. 3 Jehofa wesim, Gini ka nginwa fulu, Jeremaia? Mwesi, Fig-ga; nke bu ezigbo fig magbulu onwefa; nke bu ajọ *fig* jọgbulu onwefa, nke amanata ata, ka fa si jọka. 4 Okwu Jehofa webiakutem, si, 5 Nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Israel, kwulu; Dika ezigbo fig ndia, nọfu ka Mgesi riba ndi Juda adọlu n'agha ama, ndi Msi n'ebe a ziga n'ani ndi Kaldea, maka ọdi-nma-*fa*. 6 Makana agamatukwasi fa an-

maka ọdi-nma-*fa*, me azi ka fa cigha n'ani a: agamaluni azi fa, Mmetikpọ fa; agamaku azi fa, Mmeropu fa. 7 Agamenye fa obi imam, na Munwa bu Jehofa: fa gabu ndi nkem, Munwa gabu azi Cukufa: makana fa geji obi-fa nine wecighakutem. 8 Ma dika ajọ fig ndia, ndi amanata ata, ka fa si jọka; n'ezie nọnwọ ka Jehofa kwulu, Nọfu ka Mgesi ralu Zedekaia eze Juda, na ndi-isi-ya, na ndi Jerusalem gbọputalu, *bú* ndi gbọputalu n'ani a, na ndi bi n'ani Ijipt, nye: 9 agamaralu fa nye ka anatughali fa n'etiti ani-eze nine di n'uwa maka ajọ ife; ibu ife nkpali na ife àkùkù, na ife nkpọli na ife ikpọ-iyi, n'ebe nine Mgacuga fa. 10 Agamezi azi nmà, na ugani, na ajọ ọya, n'etiti fa, genye na mgbe ekpocapulu fa n'ani Mnyelu fa na nna-fa.

25 1 Okwu nke biakutelu Jeremaia maka ndi Juda nine n'arọ nke-inọ nke *ocici* Jehoiakim nwa Josaia, eze Juda; nke afu bu arọ izizi nke *ocici* Nebukadreza eze Babilon; 2 okwu Jeremaia amuma gwalu ndi Juda nine, na ndi nine bi na Jerusalem, si: 3 Sitena arọ nke-ili-na-itọ nke Josaia nwa Amon, eze Juda, wepu ta, oru arọ na itọ ndia, ka okwu Jehofa nabiakutem; agwago-azim unu, nebini n'uzọ ututu nekwu; ma unu anurọ. 4 Jehofa ezitago-azi-li unu ndi-odibo-Ya nine *bú* ndi-amuma, nebini n'uzọ ututu nezi fa; ma unu anurọ, nke unu nege nti inunu; 5 nasi, Ebe onye anọna ka osi n'ajọ uzọ-ya, na ajọ ife nke omumeunu-ga, cighata, bilinu n'ani Jehofa nyegolu unu na nna-unu-fà, sitena ọge gbo wegaba ebe-ebe: 6 unu ejesona cuku ọzọ-ga ifè fa, na isekpulu fa, unu ejizina ọlu aka-unu kpasum iwe; Mmemezi unu ajọ ife. 7 Ma unu anurọ onum, ka Jehofa

kwulu, ka unu wewelu ọlu aka-unu kpasuem iwe, nke bu ime onweunu ajọ ife. 8 Nya ka Jehofa nke usu *ndi agha* ji kwue nọnwọ, si: Makana unu anurọ okwum, 9 ne, agamezie kpọkọta ebo nine nke Ugwu, ka Jehofa kwulu, *agameziga-azi-li* Nebukadreza eze Babilon, *bú* odibom, ozi, me ka fa bia imedide ani a, na ndi bi ya, na mba ndia nine *birubelu fa* okilikili; agameweputa fa n'usọ *imebi fa*, me ka fa bulu ife itu-n'anya, na ife ima-ọsọ, na ife tọgbọlu nkiti ebe-ebe. 10 Ọzọ agameme ka onu ngoli na onu aṅuli, na onu onye nulu nwunye ọfu na onu nwunye ọfu, na onu nkpuma igwe nni, na lfẹ ọku-ukpe, nanari fa n'iyi. 11 Ani a nine gatọgbọlu nkiti, bulu azi ife itu-n'anya, mba ndia gefe eze Babilon ọgu arọ itọ na ili. 12 Ọgeme azi, na mgbe ọgu arọ itọ na ili zusili, agamenye eze Babilon, na mba afu, afufu, maka ajọ omume-fa, ka Jehofa kwulu, ani ndi Kaldea azi; agameme azi ya nkpọnkpọ ani ebe-ebe. 13 Agameme ka okwu nine Mkwugolu medide ya dakwasi ani afu, *bú* ife nine edelu n'akwukwọ a, nke Jeremaia magolu medide mba nine. 14 Makana imelime mba na nuku eze-ga geme ka fa nefe fa ụru, ọbunadu fanwa: agamenyecigha fa ka omume-fa si di-ga, na ka ọlu aka-fa si di.

15 Makana nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Israel, gwalum, si: Nalu iko manya nke ọnuma nka n'akam, me ka mba nine, Munwa zigalu i jeku, la ya. 16 Fa gala, nasọ ngọngọ, napu ala, sitena nmà Munwa gezita n'etiti fa. 17 Mwenalu Jehofa iko afu n'aka, me ka mba nine, ndi Jehofa zigalum jeku, la: 18 *nya bu*, Jerusalem, na obodo di-ga na Juda, na ndi-eze-ya, na ndi-isi-ya, ime fa ife

Digitized by Google

tọgbọlu nkiti, na ife itu-n'anya, na ife ima-ọsọ, na ife ikpọ-iyi; dika osi di tata; 19 Fero eze Ijipt, na ndi-odibo-ya, na ndi-isi ya, na ndi-ya nine; 20 na ndi nine gbagwalu agbagwa, na ndi-eze nine nke ani Uz, na ndi-eze nine nke ani ndi Filistia, na Aṣkelon, na Geza, na Ekron, na ndi gbọputalu n' Aṣdod; 21 Idom, na Moab, na umu Amon; 22 na ndi-eze nine nke Taia, na ndi-eze nine nke Zaidon, na ndi-eze nke ọba-n'ani di n'ufesi orimili nnu; 23 Dedan, na Tima, na Buz, na ndi nine nagbaca isi-fa; 24 na ndi-eze nine nke Arebia, na ndi-eze nine nke ndi gbagwalu agbagwa ndi bi n'ọfia kwu nkiti; 25 na ndi-eze nine nke Zimrai, na ndi-eze nine nke Ilam, na ndi-eze nine nke ndi Midia; 26 na ndi-eze nine nke Ugwu, ka ndi nọ nso ka ndi bitelu aka, onye na ibe-ya; na ani-eze nine di n'uwa, ndi di n'enu uwa: eze Ṣeṣak galaso fa. 27 Igasi fa, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Lanu, ka ogbue unu, gbọbanu, dabanu, ebinizinanu ọzọ, sitena nmà Munwa gezita n'etiti unu. 28 Ọgeme azi, na ọbuluna fa aju inalu i iko afu n'aka la, igasi azi fa, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Unu galili ya. 29 Makana, ne, Munwa ebido imebe ajọ ife n'obodo akpọkwasili afam, agagunye ununwa na ndi nemerọ njọ nca nca ka? Amagunye unu na ndi nemerọ njọ: makana Munwa gakpọ ka eweta nmà idakwasi ndi nine bi n'uwa, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 30 Nyabu nginwa malu fa amuma okwu nine ndia, si fa, Jehofa gesi n'enu nebigbọ, si n'ebe-obibi-Ya di nsọ me ka onu-Ya ra; Ogebigbọsi unọ-atulu-Ya ike; Ọganakpọ nkpu, ka ndi nazọca *nkpulu fain*, ime-

Digitized by Google

dide ndi nine bi n'uwa. 31 Nkpọtu gelu n'ebe uwa jedebelu ; makana Jehofa na mba-ga galulita uka, Yanwa gakpọlu madu nine je n'ikpe; ndi ọjọ, Ọgaranye fa na nmà, ka Jehofa kwulu.

32 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, Ne, ajọ ife gapu si n'ofu mba ba na nke ọzọ, ageme azi ka oke ifufe si n'ebe uwa jedebelu febe. 33 Ndi Jehofa gegbu n'ubọsi afu gatucipu si n'ebe uwa bidolu lue n'ebe uwa jedebelu : amakwalu fa ákwá, nke agekpokọba fa, nke ageni fa; fa gabulu nsi n'ani. 34 Cibanu ákwá, unu ndi-ọzùzù-atulu, nakwanu ákwá ; tulubanu onweunu *na ntu*, unu ndi amalu afa-fa n'etiti ìgwè atulu : makana ọge ọgbugbu-unu elugofu, agamacusasi unu, unu gadasisi ka aya ife-ya nasọ usọ. 35 Ndi nazu atulu amenwe uzọ isi gba ọsọ, nke ndi amalu afa-fa n'etiti ìgwè atulu genwe uzọ fa gesi gbapu. 36 Onu ákwá ndi nazu atulu, na ici-ákwá nke ndi amalu afa-fa n'etiti ìgwè atulu ! makana Jehofa nemebi ebe-ita-nni-fa. 37 Unọ atulu di-ga na ndokwa ka emelu ka fa delu du sitena iwe di ọku nke Jehofa. 38 Ọrapugo ugboko-Ya, dika agaba : makana ani-fa abulugo ife itu-n'anya sitena ime ife ọku nke *nmà* neme ife-ike, na sitena iwe-Ya di ọku.

26 1 N'isi-nbido ocici Jehoiakim, nwa Josaia, eze Juda, ka okwu nka si n'aka Jehofa webia, si, 2 Nọnwọ ka Jehofa kwulu : Kwulu n'ogige unọ Jehofa, ka igwa obodo nine nke Juda, ndi nabia esekpu n'unọ Jehofa, okwu nine Mtili i n'iwu igwa fa; ekwufọkwana ofu okwu efu. 3 Ikezi fa anu, fa nine ewesi n'ajọ uzọ-fa cigha, ebe onye anọna ocigha ; ka Mwelogha n'ajọ ife, nke Munwa nezube ime fa maka ajọ ife nke omu

fa. 4 Igasi fa, Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ọbuluna unu amanu onum, ikpaghali n'iwum, nke Mdebegolu n'iru unu, 5 inulu okwu ndi-odibom bu ndiamuma, ndi Munwa nezitalu unu, nebini n'uzọ ututu nezi fa, ma unu ạnurọ; 6 agameme azi unọ a ka ọdi ka Ṣailo, agameme azi ka obodo a bulu mba nine di n'uwa ife ikpọ-iyi. 7 Ndi ncu-aja na ndi-amuma na ndi *Israel* nine nulu ka Jeremaia nekwu okwu ndia n'unọ Jehofa. 8 Oluzia, ka Jeremaia kwusili ife nine Jehofa tili ya n'iwu igwa ndi afu nine, ndi ncu-aja na ndi-amuma na ndi afu nine ọdọ ya, si, Igharọ inwulili. 9 Maka gini ka iji ama amuma n'afa Jehofa, si, Unọ nka gadi ka Ṣailo, na obodo a gatọgbọlu nkiti, enwezi onye obi? Ndi afu nine wegbakọba n'ebe Jeremaia nọ n'unọ Jehofa.

10 Ka ndi-isi Juda nulu ife ndia, fa si n'unọ eze rọgota n'unọ Jehofa; fa wenọdu ani na nbanye ọnu-uzọ ọfu nke *unọ* Jehofa. 11 Ndi ncu-aja na ndi-amuma wegwa ndi-isi na ndi *Israel* nine, si, Nwoke a tolu ọnwu; makana ọmago amuma medide obodo a, etu unu si wenu na nti-unu. 12 Jeremaia wegwa ndi-isi nine na ndi afu nine, si, Jehofa zilim ima amuma medide unọ a na obodo a okwu nine unu nugolu. 13 Nyabu dozienu uzọ-unu-ga na omume-unu-ga, nulu-azinu onu Jehofa Cuku-unu; Jehofa gelogha azi n'ajọ ife Okwugolu medide unu. 14 Ma munwa, ne, adim n'aka-unu: memnu ka osi di nma kwulu azi ọtọ n'anya-unu. 15 Ma malunu ọfuma na, ọbuluna ununwa egbuem, na ununwa geweta n'isi-unu, na isi obodo a, na isi ndi bi ya, ọbala nemerọ ajọ ife: makana ọbu ezi-okwu na Jehofa zitalum biakute unu ikwu okwu nine ndia na nti-unu. 16 Ndi-isi na ndi *Israel* nine wegwa ndi ncu-aja

na ndi-amuma, si: Nwoke a etorọ ọnwu; makana ọgwalu ayi okwu n'afa Jehofa Cuku-ayi. 17 Ọnwọ nime ndi-ikenye ani webinie, gwaba nzukọ ndi afu nine, si, 18 Maikaia onye-Morạstait malu amuma n'ubọsi Hezekaia eze Juda; ọwegwa ndi Juda nine, si, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Agabọ Zaion ka esi abọ ani ugbo, Jerusalem gatulu n'obo, ugwu unọ afu *gadi* ka ebe di-ga enu nke ugboko. 19 Hezekaia eze Juda na Juda nine gbulu ya nca ka? ọturọlu Jehofa egwu, nayọ iru-ọma Jehofa, Jehofa welogha n'ajọ ife Okwugolu medide fa ka? N'ime nọfu ayinwa eme agadaga ajọ ife medide nkpulu-obi-ayi. 20 Ofu nwoke di azi onye malu amuma n'afa Jehofa, Uraia nwa Ṣemaia onye Kiriat-jearim, ọma-azi-li amuma medide obodo a na ani a etu okwu nine nke Jeremaia si di: 21 ka eze Jehoiakim, na ndidike-ya nine, na ndi-isi nine, nulu okwu-ya-ga, eze cọlu uzọ igbu ya; ma ka Uraia nulu ya, egwu tuba ya, ọwegbapu, gbanaba n'Ijipt: 22 eze Jehoiakim wezie ndikom n'Ijipt, *bú* Elnetan nwa Akboa, na ndikom ọnwọ so ya, ije n'Ijipt: 23 fa wesi n'Ijipt kpọta Uraia, kpọtalu eze Jehoiakim; ọwewelu nmà gbue ya, bulu ozu-ya tunye n'iniga nke ndi nkiti: 24 Ma aka Ahaikam nwa Ṣefan dinyelu Jeremaia, ka fa ghalu iranye ya n'aka ndi *Israel* ka fa gbue ya.

27 1 N'isi-nbido ocici Jehoiakim, nwa Josaia, eze Juda, ka okwu nka si n'aka Jehofa biakute Jeremaia, si, 2 Nọnwọ ka Jehofa gwalum, si: Melu onwei agbu-ga na ukpako-onu-ọlu-ga, konye fa n'onu-i; 3 cili fa zigalu eze Idom, na eze Moab, na eze umu Amon, na eze Taia, na eze

Zaidon, sitena aka ndi-ukọ ndi nabia na Jerusalem ifu Zedekaia eze Juda; 4 tielu fa iwu inye ndi bu dinwenu-fa, si, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Nọnwọ ka unu gagwa ndi bu dinwenu-unu; 5 Munwa ji nuku ikem na ọgwe-akam esetipulu esetipụ weke uwa, na madu na anumanu di n'enu uwa; anamenye azi ya onye ọkwu ọtọ n'anyam *inyenu*. 6 Kita Munwa ewelugo ani ndia nine nye n'aka Nebukadneza eze Babilon, *bú* odibom; anu ọfia ka Mnyc-azi-li ya ka fa nefe ya. 7 Mba afu-ga nine gefe ya, na nwa-ya, na nwa nwa-ya, genye n'ọge ani nke ya lulu: imelime mba-ga na nuku eze-ga eweme ka ọfebe fa nru. 8 Ọgeme azi, na mba na ani-eze nke manefe Nebukadneza eze Babilon afu nru, ndi manekonye onu-fa n'ukpako-onu-ọlu eze Babilon, mba afu ka Mgeji nmà, na ugani, na ajọ ọya, weneta, ka Jehofa kwulu, genye mgbe Mkpocapulu fa sitena aka-ya. 9 Ma ununwa, anuna onu ndi-amuma-unu, ma-ọbu ndi nafulu unu ndi-mọ, ma-ọbu nlọ-unu, ma-ọbu ndi nenenelu unu ani, ma-ọbu ndi-anwansi-unu, ndi nagwa unu, nasi, Unu amefe eze Babilon; 10 makana fanwa namalu unu amuma asi, ikpọte unu aka n'ani-unu; ka Mwecupu azi unu, unu ewena n'iyi. 11 Ma mba nke gekonye onu-fa n'ukpako-onu-ọlu eze Babilon, fe azi ya, *mba* afu ka mgarapu n'ani-fa, ka Jehofa kwulu; fa ganalu ya, bili nime ya.

12 Mwegwa Zedekaia eze Juda ka okwu nine ndia si di, si, Konyenu onu-unu n'ukpako-onu-ọlu eze Babilon, febenu ya na ndi-ya, dinu ndu. 13 Maka gini ka unu geji nwu, nginwa na ndi-i, na nmà, na ugani, na ajọ ọya, dika Jehofa kwu-golu maka mba manefe eze Babilon ka? 14 Anu-kwananu okwu ndi-amuma nagwa unu, nasi, Unu

amefe eze Babilon: makana fanwa namalu unu amuma asi. 15 Makana ezirọm fa, ka Jehofa kwulu, ma fanwa anama amuma asi n'afam; ka Mwecupu unu, ka unu wena azi n'iyi, ununwa, na ndi-amuma namalu unu. 16 Mwegwa azi ndi ncu-aja na ndi *Israel* nine, si, Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Anunanu okwu ndi-amuma-unu ndi namalu unu, si, Ne, akpafu esi na Babilon bụcigha ife-ga nke unọ Jehofa ọzọ: makana fanwa namalu unu amuma asi. 17 Anunanu onu-fa; fenu eze Babilon, di-azi-nu ndu: maka gini ka obodo a geji tọgbọlu nkiti? 18 Ma ọbuluna fanwa bù ndi-amuma, ọbulu azi na okwu Jehofa di nime fa, ka fa yọba Jehofa nke usu *ndi agha* ayiyọ kita, ka ife nke gbọfọlu n'unọ Jehofa, na unọ eze Juda, na Jerusalem, ghalu ije na Babilon. 19 Makana nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu maka ide-ga, na orimili *ọna ọku*, na ife ndọkwasi-ga, na ife gbọfọlu *lú* nke arapulu n'obodo a, 20 nke Nebukadneza eze Babilon nebupurọ, mgbe oji si na Jerusalem dọlu Jekonaia nwa Jehoiakim, eze Juda, n'agha weje na Babilon, na ndi Juda na Jerusalem nine amalu afa-fa; 21 eye, nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu, maka ife arapulu n'unọ Jehofa, na unọ eze Juda, na Jerusalem: 22 Agebuga fa na Babilon, n'ebe afu ka fa gadi, genye n'ubọsi Mgeneta fa, ka Jehofa kwulu; mgbe afu ka Mgebugota fa, wecigha fa n'ebe a.

28 1 Oluzia n'ofu arọ afu, n'isi-nbido ocici Zedekaia eze Juda, n'arọ nke-inọ, n'ọnwa nke-ise, Hananaia nwa Azua amuma, nke bu onye Gibeon, gwalum n'unọ Jehofa, n'iru ndi ncu-aja na ndi *Israel* nine, si, 2 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu, si, Akpajigom

ukpako-onu-ọlu eze Babilon. 3 Tupu arọ nabọ ezue agamebucigha n'ebe a ife nine nke unọ Jehofa, nke Nebukadneza eze Babilon si n'ebe a bupusia, buga fa na Babilon: 4 Munwa gakpọcigha n'ebe a Jekonaia nwa Jehoiakim, eze Juda, na ndi Juda nine adọlu n'agha, ndi jelu na Babilon, ka Jehofa kwulu: makana agamakpaji ukpako-onu-ọlu eze Babilon. 5 Amuma Jeremaia wesi amuma Hananaia n'anya ndi ncu-aja, na anya ndi nine kwu n'unọ Jehofa, 6 ọwesi bú amuma Jeremaia, Amen: Jehofa me nọfu; ka Jehofa mezue okwu-i-ga nke imalu n'amuma, isi na Babilon kpọcigha ife-ga nke unọ Jehofa, na ndi nine adọlu n'agha, n'ebe a. 7 Ma ayọm i nulu okwu a nke munwa kwulu na nti-i, na nti ndi nka nine: 8 Ndi-amuma buli mu na i uzọ sitena gbo, malu amuma agha, na ajọ ife, na ajọ ọya, medide imelime ani, na nuku ani-eze-ga. 9 Amuma nke malu ndokwa, mgbe okwu amuma afu gele, agamalu amuma afu, na Jehofa zitalu ya ezie. 10 Hananaia amuma wekopu ukpako-onu-ọlu di n'onu Jeremaia, wekpajie ya. 11 Hananaia wekwue n'anya ndi afu nine, si, Nọnwọ ka Jehofa kwulu, si: Ọbunadu nọnwọ ka Mgesi kpajipu ukpako-onu-ọlu eze Babilon bu Nebukadneza n'onu mba nine tupu arọ nabọ ezue. Jeremaia amuma wejebe nke ya. 12 Okwu Jehofa webiakute Jeremaia, ka Hananaia amuma kpajipusili ukpako-onu-ọlu di n'onu amuma Jeremaia, si, 13 Je, gagwa Hananaia, si, Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ikpajisigo ukpako-onu-ọlu osisi; ma igakpuci ukpako-onu-ọlu ígwè n'anya fa. 14 Makana nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Ekonyegom n'onu mba nine ndia

ukpako-onu-ọlu nke ígwè, ka fa wefe Nebukadneza eze Babilon; fa gefelili ya: enyego-azim ya anu ọfia nine. 15 Amuma Jeremaia wesi Hananaia amuma, Biko nulu, ngi Hananaia; Jehofa eziṛọ i; ma nginwa neme ka ndi nka cekwube okwu así. 16 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si, Ne, agamezipu i n'enu uwa: aṛọ a ka nginwa ganwu, makana ikwulu okwu *neme ka* eriruka n'aka Jehofa. 17 Hananaia amuma wenwuru n'ofu aṛọ afu n'ọnwa nke-isa.

29 1 Ndia bu okwu di nime akwukwọ ozi amuma Jeremaia si na Jerusalem zigalu ndi-ikenye gbọfọlunu nime ndi adọlu n'agha, na ndi ncu-aja, na ndi-amuma, na ndi *Israel* nine, ndi Nebukadneza si na Jerusalem dọlu n'agha je na Babilon: 2 (ka eze Jekonaia, na nne eze, na ndi-onozi, *na* ndi-isi Juda na Jerusalem, na ndi-ṅkà, na ndi-uzu, si na Jerusalem pusia;) 3 sitena aka Elasa nwa Ṣefan, na Gemaraia nwa Hilkaia, (ndi Zedekaia eze Juda zigalu Nebukadneza eze Babilon na Babilon,) si, 4 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, gwalu ndi nine adọlu n'agha, ndi Mmegolu ka esi na Jerusalem dọlu fa je na Babilon: 5 Lubanu unọ, bibenu; lubanu ugbo, libeazi-nu nkpulu-fa; 6 nulubanu nwunye-ga, mubaazi-nu ka umu-ndikom ka umu-nwayi; nutabalunu umu-unu ndikom nwunye, kebenu umu-unu umunwayi dị, ka fa wemuta umu-ndikom na umunwayi; baba-azi-nu uba n'ebe afu, ghalu ibenata ebenata. 7 Cọbanu ndokwa obodo ebe Mmegolu ka adọga unu, kpebe-azi-li Jehofa maka ya: makana nime ndokwa-ya ka unu geji nwe ndokwa. 8 Makana nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*,

Digitized by Google

Cuku nke Israel, kwulu, si: Unu ekwekwana ka ndi-amuma-unu nke di n'etiti unu, na ndi nafulu unu ndi mọ, lafue unu, nke unu ganu nlọ-unu-ga nke ununwa nalọ. 9 Makana fanwa namalu unu amuma asi n'afam: ezirọm fa, ka Jehofa kwulu. 10 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu, Ọgu arọ itọ na ili zuelu Babilon, agameneta unu, mezuelu unu ezi okwum, n'ime ka unu cighata n'ebe a. 11 Makana Munwa malu ililo-ga Munwa nelolu unu, ka Jehofa kwulu, ililo ndokwa, kama nke ajọ ife, inye unu ọdi-n'iru na ife itu-anya. 12 Unu gakpọkum, unu geje kpebelum ekpelu, agamanulu azi unu. 13 Unu gacọm, cọtam, mgbe unu geji obi-unu nine wenacọsim ike. 14 Agameme ka unu cọtam, ka Jehofa kwulu, agameme ka unu ndi adọlu n'agha cigha, agamesi n'etiti mba nine, na ebe nine Mcugaluli unu, kpọkọba unu, ka Jehofa kwulu; agamakpọcigha unu azu n'ebe Mmeluli ka esi dọlu unu n'agha pua. 15 Makana unu ekwugoli, si, Jehofa emego ka ndi-amuma binitelu ayi na Babilon. 16 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu maka eze nọcili ukpo Defid, na ndi nine bi n'obodo a, *bú* umu-nna-unu ndi anadọlurọ unu na fa n'agha; 17 nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Ne, agamezikwasi fa nmà, na ugani, na ajọ ọya, me fa ka fa di ka fig lelu ule, nke amanata ata, ka fa si jọka. 18 Agameji nmà, na ugani, na ajọ ọya, cusa fa, agamaralu fa nye ka anatughali fa n'etiti ani-eze nine di n'uwa, ka fa bulu nkọca, na ife itu-n'anya, na ife ima-ọsọ, na ife nkpali, n'etiti mba nine ebe Mcugalu fa-li: 19 makana fa anurọ okwum, ka Jehofa kwulu, nke Mji wezitalu fa ndi-odibom ndi-amuma, nebini n'uzọ ututu nezi

fa; ma unu anuro, ka Jehofa kwulu. 20 Nyabu ununwa nulu okwu Jehofa, unu nine ndi adolu n'agha, ndi Msi na Jerusalem zipua na Babilon.

21 Nonwo ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu maka Ehab nwa Kolaia, na Zedekaia nwa Measaia, ndi malu unu amuma asi n'afam: Ne, agamaranye fa n'aka Nebukadreza eze Babilon; ogegbu fa n'anya-unu; 22 ndi Juda nine adolu n'agha no na Babilon geji fa nakpo iyi, si, Ka Jehofa me i ka idi ka Zedekaia na Ehab, ndi eze Babilon rugbulu n'oku: 23 makana fa megolu ife nsokwu n'Israel, yia inyeme agbata-obi-fa, kwue azi okwu asi n'afam, nke Mnetirolu fa n'iwu; Munwa bu Onye malunu, abu-azim onye ama, ka Jehofa kwulu.

24 Igagwa azi Semaia onye-Nehelamait, si, 25 Nonwo ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu, si, Makana nginwa zigalu ndi nine no na Jerusalem, na Zefanaia nwa Measaia onye ncu-aja, na ndi ncu-aja nine, akwukwo ozi n'afa aka i, si, 26 Jehofa ecibego i onye ncu-aja n'onodu Jehoiada onye ncu-aja, ka unu bulu ndi-isi n'uno Jehofa, maka onye obuna napu ala, me azi onweya amuma, ka ikpoba ya ogba konye ya ukpako-onu n'onu. 27 Nyabu, gini kpatalu inejiro balu Jeremaia onye Anatot, onye melu onweya amuma n'ebe unu no, nba, 28 ebe ozitalu ayi ozi na Babilon, si, *Ido-n'agha* telu aka: lubanu unoga, bibe-azi-nu; lubanu ugbo-ga, libe-azi-nu nkpulu-fa? 29 Zefanaia onye ncu-aja wegua akwukwo-ozi a na nti amuma Jeremaia. 30 Okwu Jehofa webiakute Jeremaia, si, 31 Zigalu ndi nine adolu n'agha, si, Nonwo ka Jehofa kwulu maka Semaia onye-Nehelamait: Makana Semaia malu unu amu-

ma ma ọburọ Munwa zili ya, ọmego azi ka unu ce-kwube okwu asi; 32 nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si, Ne, agamenye Ṣemaia onye-Nehelamait, na nkpulu-ya, afufu; ọmenwe ofu nwoke efu gebi n'etiti ndi nka, nke ọgafu ezi ife Munwa gemelu ndi nkem, ka Jehofa kwulu: makana okwugolu okwu neme ka eriruka n'aka Jehofa.

30 1 Okwu nke si n'aka Jehofa webiakute Jeremaia, si, 2 Nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Israel, kwulu, si, Delu onwei n'akwukwọ okwu nine Mgwagolu i. 3 Makana, ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, mgbe Mgeme ka ndi nkem *bú* Israel na Juda ndi adọlu n'agha cigha, ka Jehofa kwulu: agameme ka fa cigha n'ani nke Mnyeluli nna-fa, fa genwe ya.

4 Ndia bu azi okwu Jehofa kwulu maka Israel na Juda. 5 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ayi anugo onu aru ima nni, egwù *di*, kama ndokwa. 6 Biko juanu, ka unu fu ma ime neme nwoke: gini kpatalu Mji afu ndikom nine ebe onye anọna aka-ya adi n'úkwù, dika nwayi ime neme, iru nine rughalia gbalusia? 7 Éwù! makana ubọsi afu bu nuku ubọsi, ọnwerọ nke di ka ya: ọbu nọ ọge afufu Jekob; ma agazọputa ya nime ya. 8 Ọgeme azi n'ubọsi afu, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, na agamakpajipu ukpako-onu-ọlu-ya n'onu-i, tibe azi agbu-i-ga; ndi ani madu amemezi ka ọfe fa nru ọzọ: 9 ma fa gefe Jehofa Cuku-fa, na eze-fa Defid, onye Mgeme ka obinitalu fa. 10 Nyabu nginwa atukwana egwu, ngi Jekob odibom, ka Jehofa kwulu; ka aghalu imebi obi-i, ngi Israel: makana, ne, agamesi n'ebe telu aka wezọputa i, nkpulu-i azi n'ani adọgalu

Digitized by Google

fa; Jekob gecigha, nọduzia nwayọ n'aru bu, ọnwerọzi nke ganeyi ya egwu. 11 Makana Munwa nọnyelu i, izọputa i, ka Jehofa kwulu: makana agameme mba nine ebe Mcusasili i gwusia nca, ma Mmeme ka igwusia nca; ma agameji ikpe wedọ i nti, ọnwerọ ka Mgagunye i n'onye nemerọ ajọ ife.

12 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu, Ntili-i adigo azọ-azọ, imelu-aru-i jọgbue onweya. 13 Ọnwerọ onu nekwulu i, ka ewekecie i: inwerọ ọgwu ọzuzọ. 14 Ndi nine fulu i n'anya ecezọsigo i; fa adacọzi i: makana ewelugom ife otiti onye ilo, na idọ-nti onye neme ife-ike, wetie i; maka ibù ajọ omume-i, makana njọ-i bawanyelu. 15 Gini kpatalu iji akwa ákwá maka ntili-i? ife-olulo-i adigo azọ-azọ: maka ibù ajọ omume-i, makana njọ-i bawanyelu, ka Mji weme i ife nine ndia. 16 Nya ka ageji licapu ndi nine nelicapu i; ndi nine nemedide i, fa nine n'ofu n'ofu, ka agadọlu n'agha; ndi nakwali i gabu ife nkwali, ndi nine napulu i ife ka Mgenye ka fa bulu ife agapulu apulu. 17 Makana agameme ka idirisia, agamazọ i n'imelu-aru-i-ga, ka Jehofa kwulu; makana fa kpọlu i onye acupulu acupu, *nasi*, Nka bu Zaion, nke onye ọbuna danacọ. 18 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ne, agameme ka ikwu-ga nke Jekob adọlu n'agha cigha, me-azi-li ebe-obi-ya-ga ebele; agalukwasi obodo nka n'enu obo-ya, nuku unọ *di ya* ka agebi ka esili ebi ya. 19 Inye-ekene na onu ndi ngwuli gesi n'ebe afu-ga puta: agameme ka fa bawanye, fa amadizi nkpa; agameme azi ka fa nwe otuto, fa amepezi npe. 20 Umu-fa azi gadi ka fa si dili gbo, ìgwè-fa gakwusi ike n'irum, agamenye ndi nine nemegbu fa afufu. 21 Onye-isi-fa

gabu ofu nime fa n'onwefa, onye naci fa gabu azi ofu si nime fa puta; agamadọdebe ya, ọgakpudebem: makana onye bu madu afu nke nwelu obi ike ikpudebem? ka Jehofa kwulu. 22 Unu gabu ndi nkem, Munwa azi gabu Cuku-unu.

23 Ne, oke ifufe Jehofa, *bú* ọnuma-Ya, apugo, oke ifufe nazaca azaca: ọgefekwasi n'isi ndi ọjọ. 24 Iwe di ọku nke Jehofa amecigha, genyena mgbe Ọmelu *ya*, genyena mgbe Ọmezulu ife afuga Ozubelu n'obi: n'ubọsi ọdi-n'iru unu gaghọta ya.

31 1 N'ọge afu agamabu Cuku nke ezi-naunọ Israel nine, fanwa gabu azi ndi nkem, ka Jehofa kwulu. 2 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Ndi gbọfọzilinu na nmà fulu amala n'ọfia kwu nkiti; *bú* Israel, mgbe Mji je geme ka ozulu ike. 3 Jehofa negosilimli Onweya n'ọte-aka, *si*, Eye, ejim ifu-n'anya ebe-ebe wefu i n'anya: nya ka Mji nemelili i afọ-ọma. 4 Agamalukwasi i ọzọ, agalu i, ngi nwa-agbọ *bú* Israel: ageji ájà-i weke i ekike ọzọ, igapu *isonye* n'egwú ndi negwuli egwu. 5 Igalu ugbo fain ọzọ n'enu ugwu Sameria-ga: ndi naku *fain* ganaku, neliju *nkpulu-ya* afọ. 6 Makana ubọsi gadi, mgbe ndi nce nọ n'ugwu Ifraim ganakpọ, si, Binienu, ka ayi rọgo na Zaion ijeku Jehofa Cuku-ayi. 7 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu, Bubanu abù añuli maka Jekob, kpọbanu nkpu añuli maka isi n'etiti mba-ga: menu ka anu, tobenu, si, Ngi Jehofa, zọputa ndi-I, ndi gbọputalu n'Israel. 8 Ne, agameme ka fa si n'ani Ugwu bia, si n'ebe uwa jedebelu kpọkọba fa, fa na onye ìsì na onye ngwulọ, nwayi di ime na nwayi ime neme n'ofu: fa gecigha n'ebe a bulu nuku nzukọ. 9 Fa geji ákwá webia, ayiyọ-ga ka Mgeji nedu fa: aga-

Digitized by Google

meme ka fa je n'ikpele mili-iyi-ga, n'uzọ kwu ọtọ ebe fa manasọ ngọngọ: makana abulum Israel nna, Ifraim bu di-ọkpalam.

10 Nulunu okwu Jehofa, unu mba-ga, gosibenu *ya* n'ọba-n'ani orimili nnu te-ga-lu aka; si, Onye cusalu Israel gakpọkọba ya, debe azi ya, ka onye nazu atulu *si emelu* ìgwè atulu ya. 11 Makana Jehofa arago Jekob ka ọnwelu onweya, gbaputa ya n'aka onye ka ya ike. 12 Fa gabia nabu abù n'ebe di enu nke Zaion, nubakọ ọnu n'ezi ife Jehofa, *bú* ọka, na manya, na manu, na umu ìgwè atulu na ìgwè efi: nkpulu-obi-fa gadi ka ugbo mili di rinne; fa amerunatazi uru ọzọ. 13 Mgbe afu ka nwa-agbọ ganañuli n'egwú, ka umu-ikolọbia ka ikenye azi n'ofu: makana agamerughali akwá-fa ka ọbulu ngoli, tasie fa obi, me ka fa si n'uru-fa ñulia. 14 Agamemejughaga azi nkpulu-obi ndi ncu-aja n'abuba, afọ ezigbo ifem geju ndi nkem, ka Jehofa kwulu.

15 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Anulu ofu onu na Rema, igo ákwá, na agadaga ikwa ákwá, Recel nakwalu umu-ya; ọjulu na amakasi ya maka umu-ya, makana fa anọrọ. 16 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Debe ọnu-i *du* n'ikwa ákwá, na anya-i n'igba anya-mili: makana agakwu i ugwọ ọlu-i, ka Jehofa kwulu; fa gesi azi n'ani onye ilo cigha. 17 Atumanya ọdi-n'iru-i di azi, ka Jehofa kwulu; umu-*i* gecigha n'ókè-ani nke fa ọzọ. 18 Anucasigom ka Ifraim nakwa uta onweya *nọnwọ*, si, Ipiagom ife, apiam, dika nwa efi nakarọ muta *ọlu-ya:* rughaliam, na agerughalim; makana nginwa bu Jehofa Cuku nkem. 19 Ezie ka erughalisilim, mlogha; ka emesili ka mmalu, mpia aka n'apatapa-ukwum: ifele melum, eye, emenyelum ifele n'iru, makana

Digitized by Google

ebulum nkpali nke ọge mdi na nwata. 20 Ifraim bu nwam di oke ọnu ka? *ọbu* nwa nke ife-ya nasọm ka? makana mgbe ọbuna Mu ekwuna okwu medide ya, anamecetalili ya ọfuma; nya ka afọm ji cighalia maka ya; agharọm imelu ya ebele, ka Jehofa kwulu.

21 Kwubalu onwei ife iji ri uzọ ama, melu onwei ide igosi uzọ: tukwasi obi-i n'uzọ akwanili akwani, bu uzọ isi puli: cigha, ngi agbọ bú Israel, cighata n'obodo-i ndia. 22 One mgbe ka igeji jedebe iru n'azu, ngi ada dacighalu azu? makana Jehofa ekego ife ọfu n'uwa, Nwayi ganọrube nwoke.

23 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Fa gekwukwasi okwu a ọzọ n'ani Juda na obodo di-ga ya, mgbe Mgeme ka ndi-fa adọlu n'agha cigha, si: Jehofa gozie i, ngi ebe obi nke ezi omume, ngi ugwu di nsọ. 24 Juda na obodo nine di ya gebikọ ọnu nime ya; ndi ọlu ugbo, na ndi nedu ìgwè atulu agaghali. 25 Makana emejughagagom nkpulu-obi ike gwulu, nkpulu-obi nine neru uru ka Mme-azi-li ka afọ ju. 26 Ka nka gasili mteta, mwefu; ulam wenasọm usọ. 27 Ne, ubọsi abiana-ga, ka Jehofa kwulu, mgbe Mgeji welu nkpulu madu na nkpulu anumanu gha n'unọ Israel na unọ Juda. 28 Ọgeme azi, na etu Msi cebe fa-li iropu na itikpọpu, ikwatu na ime ka fa na n'iyi, na ime fa ajọ ife; nọfu ka Mgesi nece fa iluni na iku, ka Jehofa kwulu. 29 N'ubọsi afu-ga fa amekwu ọzọ, si, Ndi bu nna elisigo icucu fain, ézé umu-aka nelu ízì. 30 Ma ebe onye anọna ọganwu n'ajọ omume aka ya: onye ọbuna nke lili icucu, ézé gelu ya ízì.

31 Ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, mgbe

Mu na unọ Israel, na unọ Juda azi, geji me àgbà ọfu: 32 ọburọkwọ etu àgbà Mu na nna-fa melu n'ubọsi Mji fa n'aka ka Mwesi n'ani Ijipt kpọputa fa; agbam nke fanwa mebili, ọbu ezie na Munwa buli-di-fa, ka Jehofa kwulu. 33 Ma nka bu agba Mu na unọ Israel geme ma ubọsi afu gasia, ka Jehofa kwulu; agametinye iwum n'ime-fa, nime obi-fa ka Mgede ya; agamabu Cuku-fa, fanwa gabu ndi nkem: 34 fa amakuzinwozi ebe onye anọna ọnakuzili madu-ibe-ya, ebe onye anọna ọnakuzili nwa-nna-ya, nasi, Malunu Jehofa: makana fa nine gamalum, sitena ọbele genyena nuku n'etiti fa, ka Jehofa kwulu: makana agamagbaghalu fa ajọ omume-fa, njọ-fa ka Mmanecetanwozi ọzọ. 35 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Onye nenye anya-anwu kà ọbulu ìfè n'efifie, tọ-azi-li ọnwa na kpakpando-ga ukpulu ka fa bulu ìfè n'ucici, Nke nakpani orimili nnu, akpoli-ya wemadebe; Jehofa nke usu *ndi agha* bu afa-Ya: 36 Ọbuluna ukpulu ndia apua n'irum, ka Jehofa kwulu, *nyabu na* nkpulu Israel gakwusi azi ibu mba n'irum mgbe nca. 37 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ọbuluna apulu isìta enu-igwe di enu esìta, apu azi igwuputa ntọ-ani uwa di-ga n'okpulu, Munwa azi gajufu nkpulu Israel nine maka ife nine fa meluli, ka Jehofa kwulu. 38 Ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, mgbe ageji lubalu Jehofa obodo a sitena unọ enu nke Hananel genyena ọnu-uzọ-ilo nke nkuku. 39 Agesetikwa udọ òsìsì ka ọkwulu ọtọ welue n'ugwu Gareb, garube welue na Goa. 40 Mgbulugudu ozu nine, na nke ikpo-ntu, na ọzala nine genye na mili-iyi Kidron, genye na nkuku nke ọnu-uzọ-ilo anyinya

Digitized by Google

di n'akuku iru-anya-anwu, gadili Jehofa nso; ameropu ya, nke agakwatu ya ebe-ebe.

32 1 Okwu nke sitelu n'aka Jehofa webiakute Jeremaia n'aro nke-ili nke Zedekaia eze Juda, nke bu aro nke-ili-na-isato nke Nebukadreza. 2 Mgbe afu ka usu ndi agha nke eze Babilon nanocibido Jerusalem: akpacite-azi-li Jeremaia *bú* amuma n'ogige ndi nce, nke di n'uno eze Juda. 3 Makana Zedekaia eze Juda kpacibidolu ya uzo, si, Maka gini ka nginwa ji ama amuma, nasi, Nonwo ka Jehofa kwulu, Ne, agamaranye obodo a n'aka eze Babilon, ogewelu ya; 4 ozo Zedekaia eze Juda amagbapu n'aka ndi Kaldea, ma na agharo iranye ya n'aka eze Babilon, fa nabo ganekwulita n'onu-fa, anya-ya gafu anya-ya; 5 ogedulu azi Zedekaia je na Babilon, n'ebe afu ka oganodide ewemneta ya, ka Jehofa kwulu: obu ezie na unu nebuso ndi Kaldea agha, omagalu unu?

6 Jeremaia wesi, Okwu Jehofa biakutelum, si, 7 Ne, Hanamel nwa Salom nwa-nne nna-i gabiakute i, si, Gotalu onwei ani-ugbom di n'Anatot: makana ngi ka igbaputa na igolu ya lulu. 8 Hanamel nwa nwa-nne nnam webiakutem n'ogige ndi nce ka okwu Jehofa si wedi, sim, Ayom i, golu ani-ugbom di n'Anatot, nke di n'ani Benjamin: makana ikeli-ùkwù lulu i, ngi ka ngbaputa lulu; golu ya n'onwei. Mwemalu na nka bu okwu Jehofa. 9 Mwegolu ani-ugbo di n'Anatot n'aka Hanamel nwa nwa-nne nnam, mwesinye ya ego-ya *nke bu* sekel ona-oca ili na isa. 10 Mwedenye afam n'akwukwo, ria *ya* ama, kpo ndi ama, welu ife eji esì ego sìnye ya ego. 11 Mwewelu akwukwo

Digitized by Google

ogugo *ani* afu, ka nke arili ama, *dika* ife etili n'iwu na ukpulu *si di*, na nke ghe ọghe: 12 mwewelu akwukwọ ogugo *ani* afu nye Beruk nwa Neraia, nwa Masaia, n'aka, n'anya Hanamel *nwa* nwa-nne nnam, n'anya ndi ama ndi denyelu afa-fa n'akwukwọ ogugo *ani* afu, n'anya ndi Ju nine ndi nọ n'ogige ndi nce afu. 13 Mwetielu Beruk iwu n'anya-fa, si, 14 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu, si: Cili akwukwọ ndia, akwukwọ ogugo *ani* a, ka nke arili ama, ka akwukwọ a nke ghe ọghe, ka itinye fa n'ite ulọ; ka fa wedidide imelime ubọsi. 15 Makana nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Aganegokwasi azi n'ani a unọ na ani ugbo na ugbo fain.

16 Ka mnyesili akwukwọ ogugo *ani* n'aka Beruk nwa Neraia, mkpelu Jehofa, si, 17 Ngi Dinwenum Jehofa! ne, Nginwa ji nuku ike-I na ọgweaka-I esetipulu esetipu weke enu-igwe na ani; ọnwerọ ife ọbuna dikali I ntulu: 18 Onye nemelu nnu kwulu nnu afọ-ọma, nenyecigha ajọ omume ndi bu nna n'aru umu-fa ndi neso fa: Ngi Onye di nuku, Cuku di ike, Jehofa nke usu *ndi agha* bu afa-Ya: 19 *di* nuku n'alo, di ike n'ọlu: Onye anya-I salu asa inekwasi uzọ umu madu nine; inye onye ọbuna ka uzọ-ya si di-ga, na ka nkpulu omume-ya-ga si di. 20 Onye debelu ife arima-ga na ọlu ebube-ga n'ani Ijipt, wepu tata, ka n'Israel ka n'etiti madu ọzọ-ga; wemelu Onwei afa, dika n'ubọsi ta; 21 welu ife arima-ga, na ọlu ebube-ga, na aka ike, na ọgweaka estipulu esetipu, na nuku egwu, si n'ani Ijipt kpọputa ndi-I Israel: 22 Iwenye fa ani a, nke Inulu nna-fa iyi na Igenye fa, ani mili ala

manu anwu neru; 23 fa webata, nwelu ya; ma fa anurọzi onu-I, nke fa nakpaghali n'iwu-I; fa emerọ ife ọbuna nime ife nine Itili fa n'iwu ka fa neme: Iweme ka ajọ ife nine a dakwasi fa: 24 ne obo-ife-ga, fa abiago nso obodo iwelu ya, ewelugo obodo nye n'aka ndi Kaldea ndi nebuso ya agha, sitena nmà, na ugani, na ajọ ọya: ife Ikwulu elego; ne, Inafu azi ya. 25 Ma Nginwa gwagolum, Ngi Dinwenum Jehofa, si, Welu ego golu ani afu n'onwei, kpọ azi ndi ama; ma ewelu obodo nye n'aka ndi Kaldea.

26 Okwu Jehofa webiakute Jeremaia, si, 27 Ne, Munwa bu Jehofa, Cuku nke madu nine: ọnwelu ife ọbuna dikalum ntulu ka?

28 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Ne, agamaranye obodo a n'aka ndi Kaldea, na aka Nebukadreza eze Babilon, na ọgewelụ ya: 29 ndi Kaldea, ndi gebuso obodo a agha, gabia azi munye obodo a ọku, sule ya, na unọ-ga, nke fa sulegolu Beal ife ísì usọ n'enu-fa, nerusalu cuku ọzọ-ga àjà ife ọlila, ka fa wekpasugom iwe. 30 Makana umu Israel na umu Juda neme sọ ajọ ife n'anyam siteli ka fa di na nwata: makana umu Israel ji ọlu akafa nakpasum sọ iwe, ka Jehofa kwulu. 31 Makana obodo a bulum nọ ife ikpasu iwem na ọnumam sitena ubọsi fa lulu ya wenye n'ubọsi ta; ka Mweweruka ya n'irum: 32 maka ifi ajọ ife nine nke umu Israel na umu Juda, nke fa megolu iji wekpasum iwe, fanwa, na ndi-eze-fa, na ndi-isi-fa, na ndi-ncu-aja-fa, na ndi-amuma-fa, na ndi Juda, na ndi bi na Jerusalem. 33 Fa agbakutago-azim azu, fa edorọzim iru: ọbu ezie na akuzilim fa-li, nebini n'uzọ ututu nakuzili fa, ma fa anurọ inalu lọ-nti. 34 Ma fa kwubalu ife-alu-fa n'unọ akpọ-

kwasili afam, imelu ya. 35 Fa lu-azi-li ebe di-ga enu nke Beal, nke di na mgbulugudu nwa Hinom, ime ka umu-fa ndikom na umu-fa umu-nwayi si n'ọku gafelu Molek; nke Mnetirọlu fa n'iwu, nke ọnabatamli n'obi; ka fa weme ife alu a; ime ka Juda me njọ.

36 Nya ka Jehofa, Cuku nke Israel, ji kwue nọnwọ maka obodo a, nke ununwa kwulu maka ya, Na ewelu ya nye n'aka eze Babilon sitena nmà, na ugani, na ajọ ọya, si: 37 Ne, agamesi n'ani nine ebe Mcusasigalu fa n'iwem, na ọnumam, na nuku iwe, wekpọkọputa fa; agamakpọcigha azi fa ọzọ n'ebe a, me ka fa bili n'aru-ofufo: 38 fa gabu ndi nkem, munwa gabu Cuku-fa: 39 agamenye azi fa ofu obi na ofu uzọ, ka fa wenatulum egwu ubọsi nine; maka ọdi-nma-fa, na nke umu-fa ganesota fa: 40 Mu na fa geme azi àgbà ebe-ebe, na Mmecigha n'iso fa, imelu fa nma; agametinye azi egwum n'obi-fa, ka fa ghalu ipuruka n'isom. 41 Eye, agamegolili fa imelu fa nma, agameji obim nine na nkpulu-obim nine weku fa n'ani a n'ezi-okwu. 42 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu, si: Ka Msi wetalu ndi nka nuku ajọ ife nine a, nọfu ka Munwa gesi wetalu fa ezi ife nine a nke Munwa gwalu fa. 43 Aganego azi ani-ugbo-ga n'ani a, nke ununwa nekwu maka ya, si, Ọmego nkpọnkpọ ani, madu ma-ọbu anumanu anọrọ ya; aranyelu ya n'aka ndi Kaldea. 44 Madu gego ani-ugbo-ga n'ego, denye afa-fa n'akwukwọ, ria akwukwọ afu-ga ama, nakpọ ndi ama, n'ani Benjamin, na ebe dirube-ga-lu Jerusalem okilikili, na obodo di-ga na Juda, na obodo di-ga n'ani ugwu, na obodo di-ga n'ani ntela, na obodo

Digitized by Google

di-ga n'Adagbe : makana agameme ka ndi-fa adọlu n'agha cigha, ka Jehofa kwulu.

33 1 Okwu Jehofa webiakute Jeremaia nke ugbolo nabọ, ka akpacitalili yanwa n'ogige ndi nce, si, 2 Nọnwọ ka Jehofa Nke neme ya, *bú* Jehofa Nke nakpu ya ime ya ka ọkwusie ike; Nke afa-Ya bu Jehofa, kwulu, si: 3 Kpọkuem, na agamaza i, agamegosi azi i nuku ife di-ga ntulu, nke inamarọ. 4 Makana nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Israel, kwulu, maka unọ di-ga n'obodo a, na maka unọ ndi-eze Juda, nke etikpọlu iji wegbodo obo-ife-ga na nmà: 5 Fa abiana ibuso ndi Kaldea agha, ma ọbu ka eweme ka ozu madu ju nime fa, ndi Mji iwem na ọnumam wegbusisi, ndi Mji azi maka ajọ ife-fa nine wezobelu obodo a irum. 6 Ne, agameme ka ọdirisia zọ azi ya, agamazọ fa; agamekpughe-azi-li fa imelime ndokwa na ezi-okwu. 7 Agameme azi ka ndi Juda na ndi Israel adọlu n'agha cigha, agamalu azi fa, dika na mbu. 8 Agamawucapu azi fa n'ajọ omume-fa nine, nke fa ji me njọ medidem; agamagbaghalu fa ajọ omume-fa nine, nke fa ji me njọ medidem, na nke fa ji jefie medidem. 9 *Obodo a* gabulum afa ngoli, na otuto na ife malu nmá, n'iru mba nine di n'uwa, ndi ganu ezi ife nine Munwa nemelu fa, tuba azi egwu maba aru nni maka ezi ife nine na ndokwa nine Munwa melu ya. 10 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Aganukwasi ọzọ n'ebe a, nke ununwa nekwu maka ya, si, Ebe a tọgbọlu nkiti, madu ma-ọbu anumanu anọrọzi ya, *ọbunadu* n'obodo di-ga na Juda, na ilo-ga nke Jerusalem, nke melu nkpọ-nkpọ, madu ma-ọbu onye obi ma-ọbu anumanu anọrọzi ya, 11 *aganu* onu ngoli na onu aṅuli, onu

Digitized by Google

onye nulu nwunye ọfu na onu nwunye ọfu, onu ndi nasi, Kenenu Jehofa nke usu *ndi agha* ekene, makana Jehofa di nmá, makana afọ-ọma-Ya *nadi-dide* ebe-ebe: *na onu* ndi nebuta *ife àjà-ga nke* inye-ekene n'unọ Jehofa. Makana agameme ka ndi ani a adọlu n'agha cigha dika na mbu, ka Jehofa kwulu. 12 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Ebe obibi ndi nazu atulu ndi neme ka ìgwè atulu fa nedina ani gadikwasi n'ebe a, nke tọgbọlu nkiti, nke madu ma-ọbu anumanu nanọrọzi, na obodo nine di-ga ya. 13 N'obodo di-ga n'ani ugwu, na obodo di-ga n'ani ntela, na obodo di-ga n'Adagbe, na ani Benjamin, na ebe dirube-ga-lu Jerusalem, na obodo di-ga na Juda, ka ìgwè atulu gagakwasi n'okpulu aka onye nagu fa ọnu, ka Jehofa kwulu.

14 Ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, mgbe Mgeji mezu ezigbo okwu afu Mkwulu maka unọ Israel na maka unọ Juda. 15 N'ubọsi afu-ga, na ọge afu, ka Mgeme ka Osisi ezi omume puelu Defid; na ọgekpe ikpe me azi ezi omume n'ani. 16 N'ubọsi afu-ga ka agazọputa Juda, Jerusalem gebi azi n'aru-ofufo: nka bu *afa* agakpọ obodo a, Jehofa bu ezi omume-ayi. 17 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu: Madu amakọnuta Defid inọkwasi n'ukpo unọ Israel; 18 nke madu nakọ ndi ncu-aja bú ndi Lifai *ikwu* n'irum icu aja nsule, na isule àjà nni, na icu aja ubọsi nine. 19 Okwu Jehofa webiakute Jeremaia, si, 20 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ọbulu na unu gemebi agbam nke efifie, na agbam nke ucici, ka ọwebulu na efifie na ucici adirọzi n'ọge-fa; 21 agemebi azi àgbà Mu na Defid odibom melu, ọweghalu inwezi nwa-nwoke ọbuna ici n'ukpo-ya; na nke Mu na ndi Lifai r ncu-aja melu, bú ndi nejelum ozi. 22 Etu an

nesi guta usu ife di-ga n'enu-igwe ọnu, na etu amanesi sìta uzuzu *di n'ikpele* orimili nnu na nsiama; nọfu ka Mgesi me ka nkpulu odibom Defid, na ndi Lifai ndi nejelum ozi, bawanye. 23 Okwu Jehofa webiakute Jeremaia, si, 24 Ifuro ife ndi nka kwulu, si, Ezi-na-unọ nabọ Jehofa rọtaluli, Ọjugo fa? nọnwọ ka fa si eneni ndi nkem, ka fa ghalu ibuzi mba n'iru fa ọzọ. 25 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ọbulu na agbam nke efifie na ucici akwudoro, ọbuluna atọrọm ukpulu-ga nke enuigwe na uwa; 26 Agamaju azi nkpulu Jekob, na nke Defid odibom, nyabu na Mmeweluzi onye ọbuna na nkpulu-ya ici nkpulu Abraham, na Aisak, na Jekob: makana agameme ka ndi-fa adọlu n'agha cigha, agameme-azi-li fa ebele.

34 1 Okwu nke biakutelu Jeremaia sitena aka Jehofa, mgbe Nebukadneza eze Babilon, na usu ndi agha ya nine, na ani-eze nine di n'uwa ọnaci, na ndi nine *n'uwa*, nebuso Jerusalem na obodo nine di ya agha, nasi: 2 Nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Israel, kwulu, si, Jebe, ka igwa Zedekaia eze Juda, gwa ya, si, Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Ne, agamaranye obodo a n'aka eze Babilon, ogesule ya ọku: 3 nginwa azi amagbapu n'aka-ya, ma agharọ inwude i, ranye n'aka-ya; anya-i nabọ gafu anya eze Babilon, ngi na ya gekwulita ọnu na ọnu, igejelu azi na Babilon. 4 Ma nulu okwu Jehofa, ngi Zedekaia eze Juda: nọnwọ ka Jehofa kwulu maka i, si, Imanwu na nmà; 5 iganwu na ndokwa; ife nsule esulelu nna-i-fà, *bú* ndi-eze izizi bu i uzọ, nọfu ka fa gesulelu i; fa gakwa azi i, *nasi*, Ewù dinwenu-ayi! makana Munwa ekwugọ okwu afu, ka Jehofa kwulu. 6 Jeremaia amuma wegwasia

Zedekaia eze Juda okwu nine ndia na Jerusalem, 7 mgbe usu ndi agha eze Babilon ji webuso Jerusalem, na obodo Juda nine gbọfọlunu, bú Lekịs na Azeka, agha; makana *sọ obodo* ndia gbọputalu n'obodo Juda *dika* obodo egwurubelu iga.

8 Okwu nke sitelu n'aka Jehofa webiakute Jeremaia, ka eze Zedekaia na ndi nine di na Jerusalem mesili àgbà, ikwusa gwa fa na fa nwelu onwefa; 9 na fa garapu ebe onye anọna ọrapu orù-ya nwoke, ebe onye anọna ọrapu orù-ya nwayi, nke bu nwoke onye Hibru, ma-ọbu nwayi onye Hibru, ka ọnwelu onweya; na onye ọbuna ameme ka fa, bú ndi Ju nwa-nne-ya, fe ya nru: 10 ndi-isi nine na ndi *Ju* nine wenulu, ndi kwenyelu àgbà afu, na onye ọbuna garapu orù-nwoke-ya, onye ọbuna arapu azi ọrù-nwayi-ya, ka fa nwelu onwefa, na fa nine ameme ka ibe-fa febe fa nru ọzọ; fa nulu, werapusia fa: 11 ma emesia fa rughalia, me ka ìrù-ndikom na ìrù-umu-nwayi, *lú* ndi fa rapugolu ka fa nwelu onwefa, cigha, rube fa ka fa bulu ìrù-ndikom na ìrù-umu-nwayi: 12 okwu Jehofa wesite n'aka Jehofa biakute Jeremaia, si, 13 Nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Israel, kwulu: Munwa na nna-unu-fà melu àgbà n'ubọsi Msi n'ani Ijipt, n'unọ fa bu ìrù, wekpọputa fa, si, 14 N'isi-njedebe arọ isa, unu garapusi ebe onye anọna ọrapu nwa-nne-ya bú onye Hibru, onye lebelu i onweya, wefe i arọ isi, igarapu ya ka ọpua n'aka-i nwelu onweya: ma nna-unu-fà anurọ onum, nke fa nege nti. 15 Ma unu-nwa erughaligoli tata, me ife kwu ọtọ n'anyam, n'ikwusa ebe onye anọna ọgwa madu-ibe-ya ka ọnwelu onweya; me azi àgbà n'irum n'unọ akpọkwasili afam: 16 ma unu rughalili metọ afam, ebe onye anọna ọme ka orù-nwoke-ya, ebe onye

anọna ọme ka orù-nwayi-ya, ndi unu rapugolu ka fa nwelu onwefa ka osi sọ fa, cigha; unu werube fa, ibulu unu ìrù-ndikom na ìrù-umu-nwayi. 17 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Ununwa anurọ onum, ikwusa, ebe onye anọna ọgwa nwa-nne-ya, ebe onye anọna ọgwa madu-ibe-ya, ka fa nwelu onwefa: ne, ekwusam gwa unu ka unu nwelu onweunu, *nke afu bu iralu unu* nye na nmà, na ajọ ọya, na ugani, ka Jehofa kwulu; agameme ka anatughali unu n'etiti ani-eze nine di n'uwa. 18 Agamenye azi madu ndi nefelu agbam, ndi nemezurọ okwu àgbà afu fa melu n'irum, mgbe fa ji gbuwura nwa efi ibọa si n'etiti fa ga; 19 ndi-isi Juda, na ndi-isi Jerusalem, na ndi-onozi, na ndi ncu-aja, na ndi ani afu nine, ndi si n'etiti nwa efi afu awaralu ibọa wega; 20 agamenye fa n'aka ndi-ilo-fa, na n'aka ndi nacọ ndu-fa: ozu-fa gabulu anu-ufe nke igwe, na anu ọfia di-ga n'ani, ife olili. 21 Zedekaia eze Juda na ndi-isi-ya ka Mgaranye azi n'aka ndi-ilo-fa, na aka ndi nacọ ndu-fa, na aka usu ndi agha eze Babilon, ndi si n'ebe unu nọ werọgofu. 22 Ne, agameti iwu, ka Jehofa kwulu, me ka fa cigha n'obodo a; fa gebuso ya agha, welu ya, sule ya ọku: agameme azi obodo Juda ka fa bulu nkpọ-nkpọ obodo, enwe onye obi.

35 1 Okwu nke sitelu n'aka Jehofa webiakute Jeremaia n'ubọsi Jehoiakim nwa Josaia, eze Juda, si, 2 Jebe n'unọ ndi Rekab, gwa fa okwu, me ka fa bia n'unọ Jehofa, n'ofu n'ime-unọ-ga, me azi fa ka fa la manya *fain*. 3 Mwekpọlu Jeazanaia nwa Jeremaia, nwa Habazinaia, na umu-nna-ya, na umu-ya ndikom nine, na unọ ndi Rekab nine; 4 mweme ka fa bata n'unọ Jehofa, n'ime-unọ umu

Henan nwa Igdalaia, onye nke Cuku, nke didebelu ime-unọ ndi-isi, nke di n'enu ime-unọ Measaia nwa Ṣalọm, onye nce ngwe ọnu-uzọ: 5 mwece n'iru umu ndikom nke unọ ndi Rekab ọkwa-ga nke manya *fain* julu, na iko-ga, mwesi fa, Labanu manya *fain*. 6 Ma fa si, Ayi amala manya *fain*: makana Jonadab nwa Rekab nna-ayi tili ayi iwu, si, Unu amala manya *fain*, ununwa, na umu-unu, wegaba ebe-ebe: 7 nke unu galu unọ, kua nkpulu, lua ugbo fain, nke unu genwe *ife ndia*: ma ubọsi-unu nine unu gebi n'ikwu; ka unu wedi ndu ime-lime ubọsi n'ani ununwa bu ọbia nime ya. 8 Ayi anugo azi onu Jonadab nwa Rekab nna-ayi n'ife nine otili ayi n'iwu, ighalu ila manya ubọsi-ayi nine, ayinwa, na inyeme-ayi, na umu-ayi ndikom, na umu-ayi umu-nwayi; 9 na ighalu ilu unọ ka ayi webili nime fa: nke ayi nenwe ugbo fain, ma-ọbu ani-ugbo, ma-ọbu nkpulu: 10 ma ayi ebiligo n'ikwu, nulusia *onu-ya*, me ka ife nine Jonadab nna-ayi tili ayi n'iwu si di. 11 Oluzia, ka Nebu-kadreza eze Babilon rọgotalu n'ani, ayi wesi, Bianu, ka ayi rọgo na Jerusalem, maka ifi usu ndi agha ndi Kaldẹa, na maka ifi usu ndi agha Siria; ayi webili na Jerusalem.

12 Okwu Jehofa webiakute Jeremaia, si, 13 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Jebe, gagwa ndi Juda na ndi bi na Jerusalem, si, Unu amanalu idọ-nti inu okwum-ga ka? ka Jehofa kwulu. 14 Emezugo okwu Jonadab nwa Rekab, nke otili umu-ya n'iwu, ka fa ghalu ila manya, fa adalazi wepu tata, ma-kana fa nulu ife nna-fa tili n'iwu: ma Munwa agwagọ unu okwu, nebini n'uzọ ututu nekwu; ma unu anurọ onum. 15 Ezitago-azi-lim unu

ndi-odibom nine *bú* ndi-amuma, nebini n'uzọ ututu nezi *fa*, si, Ebe onye anọna ya si n'ajọ uzọ-ya cigha, dozienu omume-unu-ga, ghalu ijesozi cuku ọzọ-ga ifè fa, na unu gebidide n'ani Mnyelu unu na nna-unu-fà: ma unu egerọ nti, nke unu nanu onum. 16 Ebe umu Jonadab nwa Rekab mezulu ife nna-fa tili n'iwu nke otili fa, ma ndi nka anurọ onum; 17 nya ka Jehofa, Cuku nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, ji kwue nọnwọ, si: Ne, agamewetalu Juda na ndi nine bi na Jerusalem ajọ ife nine Mkwugolu medide fa: makana agwagom fa okwu, ma fa anurọ; akpọgom fa oku, ma fa azarọ. 18 Jeremaia wesi unọ ndi Rekab, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Makana unu nugolu ife Jonadab nna-unu tili n'iwu, unu wedebe ife nine otili n'iwu, me ka ife nine otili unu n'iwu si di; 19 nya ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, ji kwue nọnwọ, si: Madu amakọnuta Jonadab nwa Rekab ikwu n'irum ubọsi nine.

36 1 Oluzia n'arọ nke-inọ nke Jehoiakim nwa Josaia, eze Juda, okwu a sitelu n'aka Jehofa webiakute Jeremaia, si, 2 Welu ofu akwukwọ nfukọba, de nime ya ife nine Mgwalu i medide Israel, na Juda, na mba nine, sitena ubọsi Mgwalu i, sitena ubọsi Josaia genye n'ubọsi ta. 3 Ike na unọ Juda ganu ajọ ife nine Munwa nezube ime fa; ka fa nine n'ofu n'ofu wesi n'ajọ uzọ-fa cigha; ka Mwegbaghalu ajọ omume-fa na njọ-fa. 4 Jeremaia wekpọ Beruk nwa Neraia: Beruk wedelu n'ọnu Jeremaia okwu nine nke Jehofa, nke Ọgwalu ya-li, n'akwukwọ nfukọba. 5 Jeremaia wetielu Beruk iwu, si, Akpacitalu

Munwa *n'unọ;* apurọm ije n'unọ Jehofa: 6 nyabu nginwa je, ka iguwa n'akwukwọ nfukọba, idelu n'ọnum, okwu Jehofa na nti ndi *Ju* n'unọ Jehofa n'ubọsi ibu-ọnu: igagu azi fa na nti ndi Juda nine ndi si n'obodo-fa puta. 7 Ike na fa gayọba Jehofa ayiyọ, si azi n'ajọ uzọ-fa cigha n'ofu n'ofu: makana iwe na ọnuma di nuku nke Jehofa kwulu medide ndi nka. 8 Beruk nwa Neraia weme etu ife nine Jeremaia amuma tili ya n'iwu si di, guwa nime akwukwọ afu okwu Jehofa nine n'unọ Jehofa.

9 Oluzia n'arọ nke-ise nke Jehoiakim nwa Josaia, eze Juda, n'ọnwa nke-itenani, ndi nine nọ na Jerusalem, na ndi nine si n'obodo di-ga na Juda bia na Jerusalem, kwusa ibu-ọnu n'iru Jehofa. 10 Beruk weguwa n'akwukwọ afu okwu Jeremaia n'unọ Jehofa, n'ime-unọ Gemaraia nwa Ṣefan ọde-akwukwọ, n'ogige di enu, na nbata nke ọnu-uzọ-ilo ọfu nke unọ Jehofa, na nti ndi *Ju* nine. 11 Ka Maikaia nwa Gemaraia, nwa Ṣefan, nusili okwu nine nke Jehofa nke si n'akwukwọ afu puta, 12 ọgbada n'unọ eze, n'ime-unọ ọde-akwukwọ: ne, ndi-isi nine nọdusia n'ebe afu, *bú* Elaiṣama ọde-akwukwọ, na Delaia nwa Ṣemaia, na Elnetan nwa Akboa, na Gemaraia nwa Ṣefan, na Zedekaia nwa Hananaia, na ndi-isi nine. 13 Maikaia wegosi fa okwu nine ọnulu, mgbe Beruk ji agu akwukwọ afu na nti ndi *Ju.* 14 Ndi-isi nine wezie Jehudi nwa Netanaia, nwa Ṣelemaia, nwa Kuṣi, jeku Beruk, si, Welu akwukwọ nfukọba afu nke igulu na nti ndi Ju n'aka-i, bia. Beruk nwa Neraia wewelu akwukwọ nfukọba afu n'aka, webiakute fa. 15 Fa wesi ya, Biko nọdu ani, ka igua ya na nti-ayi. Beruk wegua ya na nti-fa. 16 Oluzia, ka fa nusili okwu nine, fa welu egwu

nenelita onwefa anya, si Beruk, Ayi agharọ igosi eze okwu nine ndia. 17 Fa wejua Beruk, si, Biko gosi ayi, Kedu ka isi deputa okwu nine ndia n'ọnu-ya? 18 Beruk wegwa fa, si, Oji ọnu-ya akpọwalum okwu nine ndia, munwa welu ink de fa n'akwukwọ. 19 Ndi-isi wesi Beruk, Jebe, gezo nzuzo, nginwa na Jeremaia; ka onye ọbuna ghalu ima ebe unu nọ. 20 Fa webaku eze nime ọgige; ma fa atọgbọgoli akwukwọ nfukọba n'ime-unọ Elaiṣama ọde-akwukwọ; fa wekwuputa okwu afu nine na nti eze. 21 Eze wezie Jehudi iweta akwukwọ nfukọba afu: owesi n'ime-unọ Elaiṣama ọde-akwukwọ weta ya. Jehudi weguwa ya na nti eze, na nti ndi-isi nine ndi kwudebelu eze. 22 Eze nọ n'unọ ọge ntumoyi n'ọnwa nke-itenani: ọku nenwu n'ebe anafunwu ọku n'iru ya. 23 Oluzia, ka Jehudi gusili ibe akwukwọ itọ maọbu inọ, *eze* welu ugele bekasia ya, cili ya wunye n'ọku di n'ebe anafunwu ọku, genye na mgbe akwukwọ nfukọba afu nine lesili n'ọku di n'ebe anafunwu ọku afu. 24 Fa aturọ egwu, nke fa nadọwa afe-fa, *bú* eze, na ndi-odibo-ya nine ndi nulu okwu nine ndia. 25 Ọzọ na Elnetan na Delaia na Gemaraia ayọgoli eze ka ọghalu isule akwukwọ afu: ma ọnurọ onu-fa. 26 Eze wetielu Jeramil nwa Hamelek, na Seraia nwa Azriel, na Ṣelemaia nwa Abdil, ka fa nwude Beruk ọde-akwukwọ na Jeremaia amuma: ma Jehofa zobelu fa.

27 Okwu Jehofa webiakute Jeremaia, ka eze sulesili akwukwọ nfukọba afu, na okwu Beruk delu n'ọnu Jeremaia, si, 28 Welukwasi akwukwọ nfukọba ọzọ n'onwei, dekwasi ya okwu izizi nine edelu n'akwukwọ nfukọba izizi, nke Jehoiakim eze Juda sulelu. 29 Igekwu maka Jehoiakim

eze Juda, si, Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Nginwa esulego akwukwọ nfukọba nka ọku, nasi, Maka gini ka iji de nime ya, nasi, Eze Babilon agharọ ibia bibie ani a, me ka madu na anumanu kwusi nime ya? 30 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ maka Jehoiakim eze Juda, si: Ọmenwe onye ọbuna ganọkwasi n'ukpo Defid: agetufu azi ozuya ka ọdili okpomọku n'efifie, di-azi-li oyi n'ucici. 31 Agamenye ya na nkpulu-ya na ndi-odibo-ya afufu maka ajọ omume-fa; agameme ka ajọ ife nine Mgwagolu fa, ma fa nanurọ, kwudo fa, na ndi bi na Jerusalem, na ndi Juda. 32 Jeremaia wewelu akwukwọ nfukọba ọzọ, nye Beruk ọdeakwukwọ, nwa Neraia; onye dekwasili nime ya sitena ọnu Jeremaia okwu nine di n'akwukwọ Jehoiakim eze Juda sulelu n'ọku: etiwanyelu fa imelime okwu dika fa.

37 1 Zedekaia nwa Josaia wecibe eze, n'ọnọdu Konaia nwa Jehoiakim, onye Nebukadreza eze Babilon cibelu eze n'ani Juda. 2 Ma yanwa, na ndi-odibo-ya, na ndi bi n'ani, anurọ okwu Jehofa, nke Okwulu sitena aka Jeremaia amuma.

3 Eze Zedekaia wezie Jehukal nwa Ṣelemaia, na Zefanaia nwa Measaia onye ncu-aja, jeku amuma Jeremaia, si, Biko kpelu ayi Jehofa Cuku-ayi. 4 Jeremaia wenabata napu n'etiti ndi *Ju:* makana fa aketinyerọ ya n'unọ nga. 5 Usu ndi agha Fero esigoli n'Ijipt puta: ka ndi Kaldea ndi nanọcibido Jerusalem nulu akukọ-fa, fa si na Jerusalem rọgobe. 6 Okwu Jehofa webiakute amuma Jeremaia, si, 7 Nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Israel, kwulu: Nọnwọ ka unu gagwa eze Juda, nke zili unu biakutem iju ase n'akam; Ne.

usu ndi agha Fero, nke putalu inyelu unu aka, gecigha n'Ijipt n'ani-fa. 8 Ndi Kaldea gecighata ọzọ, buso obodo a agha; fa gewelu azi ya, sule ya ọku. 9 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Alafukwananu nkpulu-obi-unu, nasi, Ndi Kaldea agharọ inirili ayi: makana fa ameniri. 10 Makana ọbulugodu na unu etigbusie usu ndi agha nine nke ndi Kaldea ndi nebuso unu agha, sọsọ ndi adupulu adupu agbọputa azi n'etiti fa, ma fa gebini ebe onye anọna n'ikwu-ya sule obodo a ọku.

11 Oluzia ka usu ndi agha nke ndi Kaldea sili na Jerusalem rọgo maka ifi usu ndi agha Fero, 12 Jeremaia wesi na Jerusalem pua ije n'ani Benjamin, *ije* ganata ọkè-ya n'ebe afu, n'etiti ndi afu. 13 Ka yanwa nọ n'ọnu-uzọ-ilo Benjamin, isi onye nce nọ n'ebe afu, onye afa-ya bu Irija, nwa Ṣelemaia, nwa Hananaia; ọwenwude amuma Jeremaia, si, Nginwa nadanyelu ndi Kaldea. 14 Jeremaia wesi, *Ọbu* así; adanyerọlum ndi Kaldea; ma ọnurọ onu-ya: nyabuna Irija nwudelu Jeremaia, kpọtalu ya ndi-isi. 15 Ndi-isi wewesobe Jeremaia iwe, tie ya ife, tinye ya na nga n'unọ Jonatan ọde-akwukwọ; makana fa emego ebe afu ka ọbulu unọ nga. 16 Ka Jeremaia batalu n'unọ onunu, na ọbele ime-unọ-ga, ka Jeremaia nọsili n'ebe afu imelime ubọsi; 17 Zedekaia eze wezie, kpọta ya: eze wejua ya nime unọ-ya na nzuzo, si, Ọnwelu okwu ọbuna si n'aka Jehofa puta ka? Jeremaia wesi, Ọnwelu. Ọwesi, Agaranye i n'aka eze Babilon. 18 Jeremaia wesi kwasi eze Zedekaia, Kedu afa njọ mmelu medide i, ma-ọbu ndi-odibo-i, ma-ọbu ndi nka, unu ji wetinyem n'unọ nga? 19 Kezi ndi-amuma-unu ndi namalu unu, nasi, Eze Babilon amabia imedide

unu, ma-ọbu imedide ani nka? 20 Nulu kita, ayọm i, ngi dinwenum eze: biko, nalu ayiyọm; ka ighalu imezi ka mcigha n'unọ Jonatan ọde-akwukwọ, maka mu anwuru n'ebe afu. 21 Eze Zedekaia wetie iwu, fa wetinye Jeremaia n'ogige ndi nce, wenenye ya kwada ofu ọgbe acica anesi n'akuku ndi-osi-ite bi eweta, genye na mgbe acica nine di n'obodo afu ji wegwu. Jeremaia wenọdu n'unọ ndi nce.

38 1 Ṣefataia nwa Matan, na Gedalaia nwa Paṣua, na Jukal nwa Ṣelemaia, na Paṣua nwa Malkaia, nu okwu Jeremaia gwalu ndi *Ju* nine, si, 2 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, si, Onye nọdolu n'obodo a ganwu na nmà, na ugani, na ajọ ọya: ma onye pukulu ndi Kaldea gadi, ndu-ya gabulu ya ife nkwali, ọgadi ndu. 3 Nọnwọ ka Jehofa kwulu, Agaranyelili obodo a n'aka usu ndi agha nke eze Babilon, ọgewelu azi ya. 4 Ndi-isi afu wesi eze, Ayi ayọ i, ka egbue nwoke a; ṃakana yanwa neme ka ike gwu aka ndi agha ndi gbọputalu n'obodo a, na aka ndi *Ju* nine, n'igwa fa okwu di-ga nọnwọ: makana nwoke a adaco ndokwa ndi nka, ma *ka* ajọ ife *kwudo fa*. 5 Eze Zedekaia wesi, Ne, yanwa di n'aka-unu: makana eze aburọ onye pulu ime ife ọbuna medide unu. 6 Fa wewelu Jeremaia, tunye ya n'onunu Malkaia nwa Hamelek nke di n'ogige ndi nce: fa welu udọ rada Jeremaia. Mili adirọ n'onunu afu, belu sọ ulu: Jeremaia mibe n'ulu afu. 7 Ka Ebed-melek onye Itiopia, onozi, nke bi be eze, nulu na fa tinyelu Jeremaia n'onunu; mgbe afu eze nọ ani n'ọnu-uzọ-ilo Benjamin; 8 Ebed-melek si fu na be eze puta, gwa eze, si, 9 Dinwenum eze, ndikom ndia emego ajọ ife n'ife nine fa megolu amuma Jere-

Digitized by Google

Jehofa, n'ife munwa **gwa**lu i: ọgadili i nma, nkpulu-obi-i gadi **azi.** 21 Ma ọbuluna nginwa aju ipunu, nka bu **okwu** Jehofa megolu ka mfu: 22 Ne, umu-nwayi **nine** gboputalu na be eze Juda ka ageme ka **fa puku** ndi-isi eze Babilon, umu-nwayi afu ganasi, **Ndi**-ukpa-i alago i, kalia i: ukwu-i mili n'ulu, **ndi afu** ecighago azu. 23 Fa geme ka inyeme-i na **umu-i** nine puku ndi Kaldea: nginwa amagbapu n'**aka-fa**, ma aka eze Babilon ganwude i: igesule **azi obodo** a ọku. 24 Zedekaia wesi Jeremaia, **Ka** onye ọbuna ghalu imata okwu ndia, imanwu. **25 Ma** ọbuluna ndi-isi anu na mu na i kwulu **okwu,** fa ewebiakute i, si i, Biko gosi ayi ife igwalu eze; ezobekwanalu ayi ya, na ayi amegbu i: **ya na** ife eze gwa-azi-li i: 26 igagwa fa, si, Munwa yọlu eze ayiyọ, ka ọghalu imezi ka mcigha na be **Jo**natan, inwu n'ebe afu. 27 Ndi-isi nine webiakute Jeremaia, jua ya: ọwegwacasia fa ka okwu **nine** ndia si di nke eze tili n'iwu. Fa wedebe **ọnu-fa** du n'ebe ọnọ; makana anurọ okwu **afu.** 28 Jeremaia webili n'ogige ndi nce genye n'**ubọsi** eji welu Jerusalem.

39 1 Oluzia ka **ewelu** Jerusalem, (n'arọ nke-itenani nke **Zedekaia** eze Juda, n'ọnwa nke-ili, ka Nebukadreza **eze** Babilon na usu ndi agha ya nine bialu imedide **Je**rusalem, wenọcibido ya; 2 n'arọ nke-ili-na-ofu **nke** Zédekaia, n'ọnwa nke-inọ, *nkpulu-ubọsi* **nke-i**tenani nke ọnwa, ewetipue obodo afu:) 3 **ndi**-isi nine nke eze Babilon bata, nọdu n'ọnu-**uzọ**-ilo nke etiti, *bú* Nagal-ṣariza, Ṣámga-nibo, **Sa**sikim, Rab-saris, Nagal-ṣariza, Rab-mag, na **ndi nine** fọdulu n'etiti ndi-isi eze Babilon. 4 Oluzia **na** mgbe Zedekaia eze Juda na ndi agha **nine fulu** fa, fa gbanaba,

Digitized by Google

maia, onye fa tunyelu n'onunu; ọnwubago n'ebe ọnọ maka ifi ugani: makana acica adirọzi n' obodo. 10 Eze wetielu Ebed-melek onye Itiopia iwu, si, Cili oru madu na ili tinyelu onwei n'ebe a, ka isekpunita amuma Jeremaia n'onunu, tupu ọnwuru. 11 Ebed-melek wecili ndikom afu tinyelu onweya, weba n'unọ eze n'okpulu unọ àkù, wesi n'ebe afu kpokọlu nkilika akwa na akwa kalu nka, welu udọ radalu fa Jeremaia n'onunu. 12 Ebed-melek onye Itiopia wesi Jeremaia, Tinye nkilika akwa na akwa kalu nka ndia n'abu-i n'okpulu udọ. Jeremaia weme nọfu. 13 Fa wecili udọ afu-ga sekpunita Jeremaia, kpọgonita ya n'onunu afu: Jeremaia wenọdu n'ogige ndi nce.

14 Eze Zedekaia wezie, kpọtalu onweya Jeremaia amuma nime nbata nke-itọ di n'unọ Jehofa: eze wesi Jeremaia, Munwa gaju i ofu ife; ezobekwanalum ife ọbuna. 15 Jeremaia wesi Zedekaia, Ọbuluna egosim i, imegbulilim ka? ọbulu azi na atunyelum i alo, imanu onum. 16 Eze Zedekaia wenualu Jeremaia iyi na nzuzo, si, Etu Jehofa difu ndu, Onye kpulu ayi nkpulu-obi a, mmamgbu i, nke mgaranye i n'aka ndikom afu ndi nacọ ndu-i. 17 Jeremaia wesi Zedekaia, Nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke usu ndi agha, Cuku nke Israel, kwulu: Ọbuluna igapuku ndi-isi eze Babilon, nkpulu-obi-i gadi ndu, amesulezi obodo a ọku; nginwa na unọ-i gadi ndu: 18 ma ọbuluna imapuku ndi-isi eze Babilon, agaranye azi obodo a n'aka ndi Kaldea, fa gesule ya ọku, nginwa amagbapu n'aka-fa. 19 Eze Zedekaia wesi Jeremaia, Munwa natu egwu ndi Ju ndi danyegolu ndi Kaldea, maka fa aranyem n'aka-fa, fa emebem akaje. 20 Jeremaia wesi, Fa amaranye i. Ayọm i, nulu onu

Digitized by Google

Jehofa, n'ife munwa gwalu i: ọgadili i nma, nkpulu-obi-i gadi azi. 21 Ma ọbuluna nginwa aju ipunu, nka bu okwu Jehofa megolu ka mfu: 22 Ne, umu-nwayi nine gbọputalu na be eze Juda ka ageme ka fa puku ndi-isi eze Babilon, umu-nwayi afu ganasi, Ndi-ukpa-i alago i, kalia i: ụkwu-i mili n'ulu, ndi afu ecighago azu. 23 Fa geme ka inyeme-i na umu-i nine puku ndi Kaldea: nginwa amagbapu n'aka-fa, ma aka eze Babilon ganwude i: igesule azṛ obodo a ọku. 24 Zedekaia wesi Jeremaia, Ka onye ọbuna ghalu imata okwu ndia, imanwu. 25 Ma ọbuluna ndi-isi anu na mu na i kwulu okwu, fa ewebiakute i, si i, Biko gosi ayi ife igwalu eze; ezobekwanalu ayi ya, na ayi amegbu i: ya na ife eze gwa-azi-li i: 26 igagwa fa, si, Munwa yọlu eze ayiyọ, ka ọghalu imezi ka mcigha na be Jonatan, inwu n'ebe afu. 27 Ndi-isi nine webiakute Jeremaia, jua ya: ọwẹgwacasia fa ka okwu nine ndia si di nke eze tili n'iwu. Fa wedebe ọnu-fa du n'ebe ọnọ; makana anurọ okwu afu. 28 Jeremaia webili n'ogige ndi nce genye n'ubọsi eji welu Jerusalem.

39 1 Oluzia ka ewelu Jerusalem, (n'arọ nke-itenani nke Zedekaia eze Juda, n'ọnwa nke-ili, ka Nebukadreza eze Babilon na usu ndi agha ya nine bialu imedide Jerusalem, wenọcibido ya; 2 n'arọ nke-ili-na-ofu nke Zédekaia, n'ọnwa nke-inọ, *nkpulu-ubọsi* nke-itenani nke ọnwa, ewetipue obodo afu:) 3 ndi-isi nine nke eze Babilon bata, nọdu n'ọnu-uzọ-ilo nke etiti, *bú* Nagal-ṣariza, Ṣámga-nibo, Sasikim, Rab-saris, Nagal-ṣariza, Rab-mag, na ndi nine fọdulu n'etiti ndi-isi eze Babilon. 4 Oluzia na mgbe Zedekaia eze Juda na ndi agha ninẹ fulu fa, fa gbanaba,

Digitized by Google

welu ucici si n' obodo pua, n'uzọ ugbo eze, n'ọnuuzọ-ilo di n'etiti aja-odido nabọ: owesi n'uzọ Araba pua. 5 Ma usu ndi agha nke ndi Kaldea cubalu fa, kwudo Zedekaia n'ani ntela nke Jeriko: fa wenwude ya, fa kpọgotalu ya Nebukadreza eze Babilon na Ribla n'ani Hemat, ọwekpe ya ikpe. 6 Eze Babilon gbusisia umu Zedekaia ndikom na Ribla n'anya-ya: eze Babilon gbusisia azi ndi nine amalu afa-fa di na Juda. 7 Oweghusisia anya Zedekaia, yibe ya ọgbiligba, idulu ya je na Babilon. 8 Ndi Kaldea wesule unọ eze, na unọ ndi afu nine, ọku, tikpọsia aja-odido Jerusalem-ga. 9 Nebuzaradan ọci-agha ndi nce wedọlu ndi fọdulunu bú ndi gbọputalu n'obodo, na ndi gbanarili, bú ndi danyelu ya, na ndi fọdulunu bú ndi gbọputalu *n'ani*, je na Babilon. 10 Ma Nebuzaradan ọci-agha ndi nce rapu ọnwọ na ndi bu ọgbenye n'etiti ndi *Ju*, ndi nenwerọ ife ọbuna, n'ani Juda, ọnyesia fa ugbo-fain-ga na ani-ugbo-ga n'ofu mbọsi afu. 11 Nebukadreza eze Babilon wetielu Nebuzaradan ọci-agha ndi nce iwu maka Jeremaia, si, 12 Welu ya, nene ya anya ọfuma, emena ya ajọ ife ọbuna; ma nemelu ya ọbunadu ka ogesi gwa i. 13 Nebuzaradan ọci-agha ndi nce wezie, ya na Nebuṣazban, Rab-saris, na Nagal-ṣariza, Rab-mag, na ndi isi ọci-agha nine nke eze Babilon; 14 fa zie, weputa Jeremaia n'ogige ndi nce, ranye ya n'aka Gedalaia nwa Ahaikam, nwa Ṣefan, ka ọkpọnaba ya: owebili n'etiti ndi *Ju*.

15 Okwu Jehofa webiakute Jeremaia, ka akpacitalu ya nime ogige ndi nce, si, 16 Jebe, gagwa Ebed-melek onye Itiopia, si, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Ne, agameweta okwum n'obodo a ime ya ajọ ife, kama

ezi ife; fa gadi n'iru i n'ubọsi afu. 17 Ma agamanaputa i n'ubọsi afu, ka Jehofa kwulu: amaranye i n'aka ndi nginwa natulu egwu. 18 Makana agharọm ime ka igbaputa, imadanye na nmà, ma ndu-i gabulu i ife nkwali: makana icekwubelum, ka Jehofa kwulu.

40 1 Okwu nke sitelu n'aka Jehofa webiakute Jeremaia, ka Nebuzaradan ọci-agha ndi nce zipusili ya na Rema, mgbe oji dọlu ya ka oyi ọgbiligba n'etiti ndi Jerusalem na Juda nine adọlu n'agha, ndi adọlu n'agha je na Babilon. 2 Ọci-agha ndi nce wekpọlu Jeremaia, si ya, Jehofa Cuku-i ekwugo ajọ ife a medide ebe a: 3 Jehofa ewetago azi ya, me ka Osi wekwu; makana unu megolu njọ medide Jehofa, unu anurọ onu-Ya, nya ka ife a ji wedakwasi unu. 4 Ma kita, ne atọpum i tata n'ọgbiligba di n'aka-i. Ọbuluna ọdi nma n'anya-i isolum je na Babilon, bia, agamene i anya ọfuma; ma ọbuluna ọdi njọ n'anya-i isolum je na Babilon, ghalu: ne, ani a nine di n'iru i; ebe ọdi nma kwulu azi ọtọ n'anya-i ijenu, je n'ebe afu. 5 Ebe ọnakarọ cigha, *ọsi ya*, Nyabu cighakulu Gedalaia nwa Ahaikam, nwa Ṣefan, onye eze Babilon cili ka ọbulu isi n'ọbodo di-ga na Juda, ka ibinyelu ya n'etiti ndi-i: ọmezi jebe ebe ọbuna kwu ọtọ n'anya-i ijenu. Ọci-agha ndi nce wenye ya ife olili na onyinye, zinaba ya. 6 Jeremaia wejeku Gedalaia nwa Ahaikam na Mizpa, binyelu ya n'etiti ndi *Ju* ndi gbọputalu n'ani afu.

7 Ka ndi-ọci-agha nine nke usu ndi agha ndi nọ n'ọfia, fanwa na ndikom-fa, nulu na eze Babilon ecigo Gedalaia nwa Ahaikam isi n'ani, tinye ndikom, na umu-nwayi, na umu-aka, bú ọnwọ ndi-

Digitized by Google

ọgbenye n'ani, ndi anadọlurọzi je na Babilon, n'okpulu ya; 8 fa webiakute Gedalaia na Mizpa, bú Iṣmael nwa Netanaia, na Johanan na Jonatan umu Karea, na Seraia nwa Tanhumet, na umu Efai onye-Netofatait, na Jezanaia nwa onye-Meakatait, fanwa na ndikom-fa. 9 Gedalaia nwa Ahaikam nwa Ṣefan wenualu fa na ndikom-fa iyi, si, Unu atuna egwu ifẹ ndi Kaldea: bilinu n'ani, ka unu febe eze Babilon, na ọgadili unu nma. 10 Munwa, ne, agamebi na Mizpa, ikwu n'iru ndi Kaldea, ndi gabiakute ayi: ma ununwa, kpokọbanu manya *fain*, na nkpulu osisi na manu, tinyenu fa n'ayaunu, unu bilizia n'obodo-unu nke unu welugolu. 11 Ọbu nọfu azi ka ndi Ju nine nọli na Moab, n'etiti umu Amon azi, na *ndi nọ* n'Idom, na ndi nọ n'ani nine, nulu na eze Babilon arapugo ndi gbọputalu na Juda, na oci-azi-li Gedalaia nwa Ahaikam, nwa Ṣefan, isi-fa; 12 ndi Ju nine wesi n'ebe nine acupulu fa cigha, bia n'ani Juda, biakute Gedalaia, na Mizpa, wekpokọba manya *fain* na nkpulu osisi ri nne.

13 Johanan nwa Karea, na ndi-ọci-agha nine nke usu ndi agha nọ n'ọfia, biakute azi Gedalaia na Mizpa, 14 si ya, Imakwọlu na Bealis eze umu Amon ezigoli Iṣmael nwa Netanaia iwepu ndu-i? Ma Gedalaia nwa Ahaikam ekwerọli *ife* fa *kwulu*. 15 Johanan nwa Karea wegwa Gedalaia okwu na Mizpa na nzuzo, si, Biko, ka mje, agamegbu Iṣmael nwa Netanaia, ọnwerọ onye gama: maka gini ka ogeji wepu ndu-i, ka ndi Ju nine ndi gbakọbalu n'ebe inọ wegbasasia, ndi gbọputalu na Juda ewena n'iyi? 16 Ma Gedalaia nwa Ahaikam si Johanan nwa Karea, Imeme ife a: makana nginwa nasikpo Iṣmael asi.

41 1 Oluzia n'ọnwa nke-isa, Ịsmael nwa Netanaia, nwa Elaiṣama, *bú* ofu n'umu eze, *bulu* azi *ofu nime* ndi-isi-ọci-agha nke eze, na ndikom ili so ya, biakute Gedalaia nwa Ahaikam na Mizpa; n'ebe afu ka fa likọlu nni ọnu na Mizpa. 2 Ịsmael nwa Netanaia webinie, ya na ndikom ili nọnyelu ya, wewelu nmà tigbue Gedalaia nwa Ahaikam nwa Ṣefan, gbue ya, *bú* onye eze Babilon cili isi n'ani afu. 3 Ịsmael gbu-azi-li ndi Ju nine nọnyelu ya, *bú* Gedalaia, na Mizpa, na ndi Kaldea afulu n'ebe afu, *bú* ndi agha. 4 Oluzia n'ubọsi nke-ibọa ka ogbusili Gedalaia, ma onye ọbuna amarọ ya, 5 madu si na Ṣekem, na Ṣailo, na Sameria, bia, ọgu madu inọ, ndi kọcasia afu-ọnu-fa dọwasia afe-fa, yikasia aru-fa, jidesia àjà nni na frankinsens n'aka-fa, iweta fa n'unọ Jehofa. 6 Ịsmael nwa Netanaia wesi na Mizpa pua izute fa, becili akwa ka ọnaga: oluzia, ka ozulu fa, ọsi fa, Biakutenu Gedalaia nwa Ahaikam. 7 Oluzia, ka fa batalu n'etiti obodo, Ịsmael nwa Netanaia gbue fa, *tunye fa* n'etiti onunu, yanwa, na ndi nine so ya. 8 Ma afulu madu ili n'etiti fa ndi si Ịsmael, Egbukwana ayi: makana ayi nwelu ọba zolu n'ọfia, nke okili, na nke ọka, na nke manu, na nke manu anwu. Ọwekwurapu, ogburọ fa n'etiti umu-nna-fa. 9 Ma onunu Ịsmael tunyelu ọzu nine nke ndi ogbulu, n'akuku Gedalaia, (nke afu buli nke eze Esa meluli maka ifi Beaṣa eze Israel,) Ịsmael nwa Netanaia ji ndi egbulu wekpoju ya. 10 Ịsmael wedọlu ndi nine gbọputalu na ndi nọ na Mizpa n'agha, *bú* umu eze umu-nwayi, na ndi nine gbọputalu na Mizpa, ndi Nebuzaradan ọci-agha ndi nce tinyelu n'okpulu Gedalaia nwá Ahaikam: Ịsmael nwa Netanaia dọlu fa n'agha, niri ifeku umu Amon.

Digitized by Google

11 Ma mgbe Johanan nwa Karea, na ndi-ọci-agha nine nke usu ndi agha so ya, nulu ajọ ife nine Ịsmael nwa Netanaia melu, 12 fa wecili ndikom nine, jebe ibuso Ịsmael nwa Netanaia agha, fa wefu ya n'usọ nuku mili di-ga na Gibeon. 13 Oluzia ka ndi nine so Ịsmael fulu Johanan nwa Karea, na ndi-ọci-agha nine nke usu ndi agha sonyelu ya, fa weṅuliba aṅuli. 14 Ndi nine Ịsmael si na Mizpa dọlu n'agha rughalili cighata, jekulu Johanan nwa Karea. 15 Ma Ịsmael nwa Netanaia na madu isatọ so ya gbapulu n'aka Johanan, jekulu umu Amon. 16 Johanan nwa Karea, na ndi-ọci-agha nine nke usu ndi agha so ya, kpọlu ndi nine gbọputalu na ndi *Ju* ndi ọdọcighalu n'aka Ịsmael nwa Netanaia, nke ọdọluli na Mizpa, ka ogbusili Gedalaia nwa Ahaikam, *bú* ndi agha, na umu-nwayi, na umu-aka, na onozi-ga, ndi osi na Gibeon kpọcigha ọzọ: 17 fa weje, gebili na Girut Kimham, nke di n'usọ Bet-lehem, ije gabanye n'Ijipt, maka ifi ndi Kaldea: makana fa natulu fa egwu, makana Ịsmael nwa Netanaia egbugo Gedalaia nwa Ahaikam, onye eze Babilon cili isi n'ani afu.

42 1 Ndi-ọci-agha nine nke usu ndi agha, na Johanan nwa Karea, na Jezanaia nwa Hoṣaia, na ndi *Ju* nine sitena onye kasi ọbele genye n'onye kasi nuku, wekpudebe nso, 2 si amuma Jeremaia, Ayi ayọ i, nalu ayiyọ-ayi, kpebelu ayi Jehofa Cuku-i ekpelu, ọbunadu maka ndia nine gbọputalunu; makana ayi gbọputalu sọ onenone nime ọtutu madu, etu anya-i nabọ si fu ayi: 3 ka Jehofa Cuku-i wegosi ayi uzọ ayi ganeje nime ya, na ife ayi geme. 4 Jeremaia amuma wesi fa, Anugom: ne, agamekpelu Jehofa Cuku-unu ka okwu-unu si di-

Digitized by Google

ga; ọgeme azi na okwu ọbuna Jehofa gaza unu, agamegosi unu ya; ọnwerọ okwu ọbuna mgezonari unu. 5 Fanwa wesi Jeremaia, Ka Jehofa bulu ezi onye ama kwesili ncekwube n'etiti ayi, ma ọbuluna ayi emerọ ọbunadu ka okwu nine Jehofa Cuku-i geji wezitalu i ayi si di. 6 Ma ọbuluna ọdi nma, ma-ọbu na ọdi njọ, ayi ganu onu Jehofa Cuku-ayi, Onye ayi zili i ka ijeku; ka ọwedili ayi nma, ma ayi nu onu Jehofa Cuku-ayi.

7 Oluzia ka ubọsi ili galu, okwu Jehofa webiakute Jeremaia. 8 Ọwekpọ Johanan nwa Karea, na ndi-ọci-agha nine nke usu ndi agha so ya, na ndi *Ju* nine sitena onye kasi ọbele ọbunadu genyena onye kasi nuku, 9 si fa, Nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Israel, kwulu, Onye unu zigalum ice ayiyọ-unu n'iru Ya: 10 Ọbuluna unu gebili n'ani a, agamaluni azi unu, Mmakwatu unu n'ani, agamaku azi unu, Mmeropu unu: makana eloghagom n'ajọ ife nke Mmelu unu. 11 Atuzinalunu eze Babilon egwu, onye ununwa natulu egwu; atuzinalunu ya egwu, ka Jehofa kwulu: makana Munwa nọnyelu unu izọputa unu, na inaputa unu n'aka-ya. 12 Agamemelu unu ebele, ka ọwemelu unu ebele, me unu ka unu cigha n'ani-unu. 13 Ma ọbuluna ununwa asi, Ayi amebi n'ani a; unu eweghalu inu onu Jehofa Cuku-unu; 14 nasi, Mba; ma ayi geje n'ani Ijipt, ebe ayi manafu agha, nkè ayi nanu onu opi, nke agu nni nagu ayi; ebe afu ka ayi gebi: 15 nyabu nulunu okwu Jehofa kita, unu ndi Juda gbọputalunu: nọnwo ka Jehofa nke usu ndi agha, Cuku nke Israel, kwulu, Ọbuluna ununwa edo iru-unu nca nca iba n'Ijipt, jebe inọ n'ebe afu dika ọbia; 16 ọgeme azi, na nmà, nke ununwa natulu egwu, gekwudo unu n'ebe afu n'ani Ijipt, na ugani, nke

ununwa natulu egwu, gesosi azi unu ike n'ebe afu n'Ijipt; n'ebe afu azi ka unu ganwu. 17 Nọfu ka ọgadili ndi nine dolu iru-fa ije n'Ijipt inọ n'ebe afu dika ọbia; fa ganwu na nmà, na ugani, na ajọ ọya: ọnwerọ ofu onye efu nime fa gafọdu ma-ọbu gbapulu ajọ ife Munwa geweta n'isi-fa. 18 Makana nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu; Ka esi rukwasi iwem na ọnumam n'isi ndi bi na Jerusalem, nọfu ka agesi rukwasi ọnumam n'isi-unu, mgbe unu gaba n'Ijipt: unu gabu nkọca, na ife itu-n'anya, na ife ikpọ-iyi, na ife nkpali; unu amafunwozi ebe a ọzọ. 19 Jehofa ekwugo maka unu, unu ndi Juda gbọputalunu, Ejenanu n'Ijipt: malunu ọfuma na agbagolum unu ama tata. 20 Makana unu alafugo nkpulu-obi-unu; makana ununwa zigalum ijeku Jehofa Cuku-unu, si, Kpebelu ayi Jehofa Cuku-ayi; etu ife nine Jehofa Cuku-ayi gekwu si di, si nọfu gosi ayi, ayi geme azi ya: 21 mwegosi unu ya tata; ma unu anurọ onu Jehofa Cuku-unu n'ife ọbuna Oji maka ya wezitalum unu. 22 Nyabu malunu ọfuma na unu ganwu na nmà, na ugani, na ajọ ọya, n'ebe ọnasọ unu ije ganọ dika ọbia n'ebe afu.

43 1 Oluzia ka Jeremaia gwasili ndi afu nine okwu nine nke Jehofa Cuku-fa, nke Jehofa Cuku-fa nyelu ya ka ozie fa, *ọbunadu* okwu nine ndia, 2 Azaraia nwa Hoṣaia, na Johanan nwa Karea, na ndi ngala nine, wekwube, nasi Jeremaia, Nginwa nekwu okwu asi: Jehofa Cuku-ayi eziọ i isi, Unu ameje n'Ijipt inọ dika ọbia n'ebe afu: 3 ma Beruk nwa Neraia nakpani i imedide ayi, iranye ayi n'aka ndi Kaldea, ka fa wegbue ayi, dọlu ayi n'agha weje na Babilon. 4 Johanan nwa Karea, na ndi-ọci-agha nine nke usu ndi agha, na

Digitized by Google

ndi *Ju* nine, weghalu inu onu Jehofa, ibi n'ani Juda. 5 Ma Johanan nwa Karea, na ndi-ọci-agha nine nke usu ndi agha, kpọlu ndi Juda nine gbọputalunu, ndi si na mba nine ebe acusalu fa-li wecigha inọ n'ani Juda; 6 ndikom, na umu-nwayi, na umu-aka, na umu eze umu-nwayi, na onye ọbuna Nebuzaradan ọci-agha ndi nce rapululi n'aka Gedalaia nwa Ahaikam, nwa Ṣefan, na Jeremaia amuma, na Beruk nwa Neraia; 7 fa webia n'ani Ijipt; makana fa anurọ onu Jehofa: fa webialue na Tapanis. 8 Okwu Jehofa webiakute Jeremaia na Tapanis, si, 9 Kpolu nuku nkpuma-ga n'aka-i, ka izọbe fa nime ulọ n'ebe edolu brik, nke di na nbanye unọ Fero na Tapanis, n'anya ndi Juda; 10 si fa, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Ne, agamezie gakpọlu Nebukadreza eze Babilon, *tú* odibom, gadọkwasi ukpoya n'enu nkpuma ndia mzobelu ezobe: ọgagbasa ọmalica ikwu-ya n'enu fa. 11 Ọgabia, tie ani Ijipt ife; ndi dili ọnwu ka agenye ọnwu, ndi dili idọ-n'agha ka agadọlu n'agha, ndi dili nmà ka agenye nmà: 12 Agamamunye azi ọku n'unọ cuku-ga nke Ijipt; ogesule fa ọku, dọlu fa n'agha: ogeji ani Ijipt weyikpo onweya, dika onye nazu atulu yi afe-ya; ogesi n'ebe afu pua na ndokwa. 13 Ogetijisi azi ide-ga nke Bet-ṣimes, di n'ani Ijipt; ogeji azi ọku wesule unọ cuku Ijipt-ga.

44 1 Okwu nke biakutelu Jeremaia maka ndi Ju nine ndi bi n'ani Ijipt, ndi bi na Migdol, na Tapanis, na Nof, na ani Patros, si, 2 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Ununwa afugo ajọ ife nine Mmegolu ka okwudo Jerusalem, na obodo nine nke Juda; ne, tata fa

tọgbọlu nkiti, onye ọbuna ebirọ nime fa; 3 maka ifi ajọ ife-fa nke fa megolu ikpasum iwe, n'ije gesule ife ísì usọ, *na* ifè cuku ọzọ-ga, nke fanwa, ma-ọbu ununwa, ma-ọbu nna-unu-fà, namarọli. 4 Mwezitalu unu ndi-odibom nine *bú* ndi-amuma, nebini n'uzọ ututu nezita fa, nasi, Ayọm unu, emezinanu ife alu a Mkpọlu asì. 5 Ma fa anurọ, nke fa nege nti isi n'ajọ ife-fa cigha, ghalu isulezili cuku ọzọ-ga ife ísì uzọ. 6 Ewerupu ọnumam na iwem, owenwulu ọku n'obodo di-ga na Juda na ilo di-ga na Jerusalem; fa tọgbọlu kponcala tọgbọlu azi nkiti, etu osi di tata. 7 Nyabu nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Maka gini ka ununwa ji me nuku ajọ ife nka medide nkpulu-obi-unu, unu wesi n'etiti Juda bepuba nwoke na nwayi, nwatakili na nwa nala ala, ka fa pualu unu, eweghalu irapulu unu onye gbọputalunu; 8 n'iji ọlu aka-unu wekpasum iwe, nesulelu cuku ọzọ-ga ife ísì usọ n'ani Ijipt, ebe ununwa bialu inọ dika ọbia; ka ewebepu unu, ka unu webulu ife ikpọ-iyi na ife nkpali n'etiti mba nine nke uwa? 9 Unu elozọgo ajọ ife nna-unu-fà, na ajọ ife ndi-eze Juda, na ajọ ife inyeme-fa, na ajọ ife nke unu, na ajọ ife inyeme-unu, nke fa melu n'ani Juda, na ilo di-ga na Jerusalem? 10 Ebudarọ fa wepu tata, nke fa natu egwu, nke fa nakpaghali n'iwum, na ukpulum-ga, nke Mtọlu n'iru unu na iru nna-unu-fà. 11 Nya ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, ji kwue nọnwọ, si: Ne, agamedo irum medide unu ime unu ajọ ife, bú ibepu Juda nine. 12 Agamewelu ndi Juda gbọputalunu, ndi dogolu iru-fa ije n'ani Ijipt inọ dika ọbia n'ebe afu, agekpocapu fà nine; fa gada n'ani Ijipt; ageji nmà na ugani wekpocapu fa; fa

ganwu na nmà na ugani, sitena onye kasi ọbele genye n'onye kasi nuku: fa gabu nkọca, *na* ife itun'anya, na ife ikpọ-iyi, na nkpali. 13 Makana agamenye ndi bi n'ani Ijipt afufu, etu Msi nye Jerusalem afufu, sitena nmà, na ugani, na ajọ ọya: 14 nyabuna ofu efu nime ndi Juda gbọputalunu, ndi gagolu n'ani Ijipt inọ dika ọbia n'ebe afu, amagbapu ma-ọbu fọdu afọdu, icigha n'ani Juda, nke fa tukwasili nkpulu-obi-fa icigha gebili n'ebe afu: makana fa amecigha belu sọ ndi gagbapu agbapu.

15 Ndikom nine ndi malu na inyeme-fa sulelu cuku ọzọ-ga ife ísì usọ, na umu-nwayi nine kwu nso, nuku nzukọ, ọbunadu madu nine bi n'ani Ijipt, na Patros, zalu Jeremaia, si, 16 Okwu igwagolu ayi n'afa Jehofa, ayi amanu onu-i. 17 Ma ayi gemelili okwu nine sigolu n'ọnu-ayi puta, isulelu eze nwayi nke enu-igwe ife ísì usọ, na irupulu ya àjà ife ọlila, etu ayi megolu, ayinwa na nna-ayi-fà, na ndi-eze-ayi na ndi-isi-ayi, n'obodo di-ga na Juda, na ilo di-ga na Jerusalem: makana afọ nni julu ayi-li, aru disia ayi nma, ayi afurọ ajọ ife ọbuna. 18 Ma eri ayi ji rapu isulelu eze nwayi nke enu-igwe ife ísì usọ, na irupulu ya àjà ife ọlila, ife nine kọlu ayi, ewelugo nmà na ugani wekpocapu ayi. 19 Mgbe ayinwa sulelu eze nwayi nke enu-igwe ife ísì usọ, rupulu ya àjà ife ọlila, ayi sili ya acica iyi ya, nerupulu ya àjà ife ọlila, n'ebe di-ayi nekwenyerọ? 20 Jeremaia wegwa ndi afu nine, ka ndikom, ka umu-nwayi, ọbunadu ndi nine zalu ya okwu afu, si, 21 Ife ísì usọ unu sulelu n'obodo di-ga na Juda, na ilo di-ga na Jerusalem, ununwa na nna-unu-fà, ndi-eze-unu na ndi-isi-unu, na ndi bi n'ani afu, Jehofa ecetarọ fa, ọgbabatarọ Ya n'obi ka? 22 nyabu na Jehofa apurọzi idinu, maka ifi

ajọ ife nke omume-unu-ga, na maka ifi ife alu unu megolu; ani-unu wetọgbọlu nkiti, bulu azi ife itun'anya, na ife ikpọ-iyi, énwe onye obi, dika osi di tata. 23 Makana unu esulego ife ísì usọ, na makana unu emego njọ medide Jehofa, unu anurọ onu Jehofa, nke unu nakpaghali n'iwu-Ya, na ukpulu-Ya-ga, na ife-ama-Ya-ga; nya ka ajọ ife a ji kwudo unu, dika osi di tata.

24 Jeremaia wesi ndi afu nine, na umu-nwayi afu nine, Nulunu okwu Jehofa, ndi Juda nine nọ n'ani Ijipt: 25 nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu, si, Ununwa na inyemeunu ewelugo ọnu-unu kwue, welu azi aka-unu mezue ya, sì, Ezie ayi gemelili nkwa di-ga nsọ ayi nke ayi kwegolu, isulelu eze nwayi nke enu-igwe ife ísì usọ, na irupulu ya àjà ife ọlila: nyabu menu ka nkwa-unu di-ga nsọ kwusie ike, ka unu mezue nkwa-unu-ga. 26 Nyabu nulunu okwu Jehofa. unu ndi Juda nine bi n'ani Ijipt: Ne, ewelugom nuku afam ụua iyi, ka Jehofa kwulu, na amakpọnwozi afam n'ọnu onye Juda ọbuna n'ani Ijipt nine, nasi, Etu Dinwenu-ayi Jehofa difu ndu. 27 Ne, anamece fa nce ime fa ajọ ife, ọburọ ime fa ezi ife: ageji nmà na ugani wekpocapu ndikom Juda nine nọ n'ani Ijipt, fa ewegwusia nca. 28 Ndi gbapulu nmà gesi n'ani Ijipt cigha n'ani Juda, onenone; ndi Juda nine gbọputalunu, ndi bialu n'ani Ijipt inọ dika ọbia n'ebe afu, gama azi onye okwu-ya gakwusi ike, nkem, ma-ọbu nke fa. 29 Nka gabulu unu ife arima, ka Jehofa kwulu, na Munwa genye unu afufu n'ebe a, ka unu wemalu na okwum gakwulili medide unu ime unu ajọ ife: 30 nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ne, agamenye Fero Hofra eze Ijipt n'aka ndi-ilo-ya, na aka ndi nacọ ndu-ya; etu

Mnyelu Zedekaia eze Juda n'aka Nebukadreza eze Babilon, onye-ilo-ya, nke cọ-azi-li ndu-ya.

45 1 Okwu Jeremaia amuma gwalu Beruk nwa Neraia, mgbe oji de okwu ndia n'akwukwọ n'ọnu Jeremaia, n'arọ nke-inọ nke Jehoiakim nwa Josaia, eze Juda, si, 2 Nọnwọ ka Jehofa, Cuku nke Israel, kwulu maka i, ngi Beruk: 3 Ngi kwulu, si, Afufu nadilim kita! makana Jehofa etinyego uru n'ife-ngbum; ike agwum n'isu-udem, afurọzim izulu-ike. 4 Nọnwọ ka igagwa ya, Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ne, Munwa gakwatu ife Mlugolu, Munwa geropu ife Mkugolu; nka *ka Mgeme* n'ani a nine. 5 Nginwa nacọlu onwei nuku ife ka? acọna fa: makana, ne, agameme ka ajọ ife dakwasi madu nine, ka Jehofa kwulu: ma ndu-i ka Mgenye i ka ọbulu ife nkwali n'ebe ijena.

46 1 Okwu Jehofa nke biakutelu Jeremaia amuma maka mba-ga.

2 Nke Ijipt: maka usu ndi agha nke Fero-nikọ eze Ijipt, nke nọ na nso orimili Ufretis nime Kakimiṣ, nke Nebukadreza eze Babilon tigbulu n'arọ nke-inọ nke Jehoiakim nwa Josaia, eze Juda.

3 Donu ọta na akpani n'usolo n'usolo, kpudebenu nso ibu agha. 4 Unu ndi anyinya nebu, kenu anyinya ekike, likwasinu, kpulusianu okpu agha wekwulu n'ife; ricanu ube, yikwasinu afe agha. 5 Maka gini ka mji fu ya? obi mebili fanwa fa ricigha azu; etitugo ndi-dike-fa n'ani, fa gbanabasia ọsọ, fa agharọ anya n'azu: egwù n'akuku nine, ka Jehofa kwulu. 6 Ka onye nwelu ukwu nkọ ghalu igbanabanu, nke dike nagbapu; n'usọ orimili Ufretis n'Ugwu ka fa sọlu ngọngọ weda.

7 Onye di nwọ di ka Nail nelu elu, dika orimiliga nke mili-fa natughali onwefa? 8 Ijipt di ka Nail nelu elu, dika orimili-ga nke mili-fa natughali onwefa: ọwesi, Agamelu, agamekpudo uwa; agameme ka obodo na ndi bi nime ya na n'iyi. 9 Rọgobenu, unu anyinya-ga: kpọtubanu nkpọtu, unu ugbọ-ani-ga; ka ndi-dike putaba: Kuṣ na Put, ndi neji ọta; na Ludim, ndi neji nadọ azi uta. 10 Makana ubọsi afu bu *ubọsi* Dinwenu-ayi, Jehofa nke ụsu *ndi agha*, ubọsi ibọ-ọbọ, ka Ọwebọlu Onweya ndi nemedide Ya ọbọ; nmà gelicapu afọ eju ya, ọgalaju ọbala-fa afọ: makana Dinwenuayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, nwelu àjà n'ani Ugwu n'usọ orimili Ufretis. 11 Rọgo na Gilead, gewelu ọgwu bam, ngi nwa-agbọ ada Ijipt: na nkiti ka inetinye imelime ọgwu; imadiri. 12 Mbaga anugo maka ifele-i, uwa juputalu n'ikwa-ákwá-i: makana dike asọgo ngọngọ imedide dike, fa adakọgo ọnu fa nabọ.

13 Okwu Jehofa gwalu Jeremaia anuma, ka Nebukadreza eze Babilon gesi bia tie ani Ijipt ife.

14 Gosinu n'Ijipt, menu ka amalu na Migdol, menu ka amalu azi *ya* na Nof na Tapanis: sinu, Kwulu n'ifè, ka ikwadebe onwei; makana nmà elirubego i okilikili. 15 Maka gini ka eji zacapu ndi nke i di ike? fa akwurọ, makana Jehofa cupulu fa. 16 Ọmelu ka imelime sọ ngọngọ, eye, fa nadakwasi ibe-fa n'enu: fa wesi, Binie, ka ayi si na nmà neme ife-ike cighaku ndi-be-ayi, na ani ebe amulu ayi. 17 Fa kpọlu nkpu n'ebe afu, si, Fero eze Ijipt bu sọ nkpọtu; ọrapugo ọge akalu ka ọgafe. 18 Etu Munwa difu ndu, ka Eze kwulu, Onye afa-Ya bu Jehofa nke usu *ndi agha*, ezie dika Teboa n'etiti ugwu-ga, na dika Kāmel n'usọ

orimili nnu, nọfu ka ogesi bia. 19 Ngi ada nke bi n'Ijipt, melu onwei ife igakwa mgbe adọlu i n'agha: makana Nof gabu nkpọnkpọ ebe, agesule ya, nenwe onye obi. 20 Ijipt bu ọmalica nwa-agbọ efi; ma nbibi sitelu n'Ugwu abiago, ọbiago. 21 Ndi ogolu agha azi n'etiti ya di ka umu efi nke unọ anumanu; makana fanwa azi adacighago azu, fa gbanabakọ ọsọ ọnu, fa akwurọ: makana ubọsi nuku afufu-fa ekwudogo fa, bú ọge nneta-fa. 22 Onu-ya gadi ka ukpatu agwọ ma ọnaga; makana fa gaci usu ndi agha webia, cili anyike, dika ndi-ọwa-nku, biakute ya. 23 Fa gegbutu ugboko-ya, ka Jehofa kwulu, ọbu ezie na apurọ inyoca ya; makana fa kalili igwulube n'uba, di azi aguta ọnu. 24 Agemenye ada Ijipt ifele n'iru; agaranye ya n'aka ndi Ugwu. 25 Jehofa nke usu *ndị agha*, Cuku nke Israel, kwulu, si: Ne, agamenye Amon nke No, na Fero, na Ijipt na cuku-ya-ga, na ndi-eze-ya, afufu; ọbunadu Fero, na ndi cekwubelu ya: 26 agamaranye azi fa n'aka ndi nacọ ndu-fa, n'aka Nebukadreza eze Babilon-azi, na aka ndi-odibo-ya: emesizia agebi ya, etu osi dili mgbe gbo, ka Jehofa kwulu. 27 Ma nginwa atuna egwu, ngi Jekob odibom, nke obi gemebi i, ngi Israel: makana, ne, agamesi n'ebe telu aka wezọputa i, nkpulu-i azi n'ani adọgalu fa; Jekob gecigha, nọduzia nwayọ na aru bu, ọnwerọzi nke geyi ya egwu. 28 Nginwa Jekob odibom, atuna egwu, ka Jehofa kwulu; makana Munwa nọnyelu i: makana agameme mba nine ebe Mcunye-ga-lu i gwusia nca, ma Mmeme ka igwusia nca; ma agameji ikpe wedọ i nti, ọnwerọ ka Mgagunye i n'onye nemerọ ajọ ife.

Digitized by Google

47 1 Okwu Jehofa nke biakutelu Jeremaia amuma maka ndi Filistia, tupu Fero etie Geza ife.

2 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ne, mili si n' Ugwu elu, fa gabu mili-iyi lufegalu oke, fa gelusasi n'ani na ife nine di nime ya, ka obodo ka ndi bi nime ya: madu gakwa ákwá, ndi nine bi n'ani gaci ákwá. 3 N'onu ọzịzọ ikpata-ukwu nke anyinya-ya di-ga ike, n'igba-ọsọ nke ugbọ-ani-ya-ga, na nkpọtu nke wīl-ya-ga, ndi bu nna agharọ anya n'azu *inekwasi* umu-fa maka aka ike gwulu; 4 maka ifi ubọsi nke biananu ibibi ndi Filistia nine, isite na Taia na Zaidon bepu onye inye-aka ọbuna nke fọdulunu: makana Jehofa gebibi ndi Filistia, ndi gbọputalu n'ọba-n'ani orimili nnu nke Kaftoa. 5 Isi nkpoca adakwasigo Geza; ekpocapugo Aṣkelon, ndi gbọputalu na mgbulugudu-fa: one mgbe ka igeyikasidebe onwei? 6 Ngi nmà Jehofa, one mgbe ka ọgabu tupu idelu du? minye onwei n'ọbọ-i; zulu ike, ka inọdu du. 7 Kedu ka igesi delu du, ebe Jehofa tigolu i iwu? imedide Aṣkelon, na imedide ikpele orimili nnu, n'ebe afu ka Ọkagolu ya.

48 1 Nke Moab. Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Afufu gadili Nibo! makana ebibili ya; emenyego Kiriataim ifele n'iru, ewelugo ya: emenyego unọ di enu ifele n'iru mebi azi ya. 2 Otuto Moab adi azi ọzọ; na Heṣbon ka fa zugolu ajọ izuzu medide ya, Bianu, ka ayi bepu ya ka ọghalu ibuzi mba. Ngi Madmen, ageme azi ka idelu du; nmà ganeso i. 3 Onu ákwá sitelu na Horonaim, nbibi na nuku ntikpọ! 4 Etikpọgo Moab; umu-aka-ya

emẹgo ka anu onu ákwá. 5 Makana fa geji ibeci ákwá anya wesi na nrọgo Luhit rọgo; makana fa anugo onu nkpà nke ákwá ntikpọ na ngbada Horonaim. 6 Gbanabanu, zọputanu ndu-unu, ka unu di ka tamarisk n'ọfia kwu nkiti. 7 Makana, maka ifi na icekwubego ọlu-i-ga na ife inwe-ga-lu, agewe nginwa azi: agadọlu Kimọs n'agha, ndi-ncu-aja-ya na ndi-isi-ya n'ofu. 8 Onye nbibi gabiakute obodo nine, obodo ọbuna amagbapu; mgbulugụdu azi gana n'iyi, agemebi ani ntela; etu Jehofa kwulu. 9 Nye Moab nku, ka ọwefepu: obodo-ya-ga gabulu nkpọnkpọ ebe, énwe onye obi nime fa. 10 Ibu-ọnu dili onye ji ọbọ alu ọlu Jehofa, ibu-ọnu di-azi-li onye zọdolu ọbala nmà-ya. 11 Moab nọbalu nwa-bu sitena nwata, odolu edo *dika manya fain*, akesirọ n'ofu ite gbapu ya n'ite ọzọ, nke anadọnu ya n'agha: nyabu na usọ-ya dilili nime ya, isi-ya akagharọ. 12 Maka ya, ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, nke Mgezitalu ya ndi nerupu erupu, fa gerupu ya; fa gerucapu ite-ya-ga, tilisia kalama-fa. 13 Ifele Kimọs geme Moab, dika ifele Betel nke fa cekwubelu si me unọ Israel. 14 Kedu ka unu si kwu, Ayinwa bu ndi-dike, na ndi-dimkpa n'agha? 15 Moab emebigo, fa arọgogo n'obodo-ya-ga, umu-ikolọbia-ya arọtalu arọta agbadago n'ogbugbu, ka Eze, Onye afa-Ya bu Jehofa nke usu *ndi agha*, kwulu. 16 Nuku afufu nke Moab akpudebena nso ibianu, ajọ ife-ya neme ajọ ngwa. 17 Unu ndi nine nọrubelu ya okilikili, kwabalunu ya ákwá, na unu ndi nine malu afa-ya; sinu, Kedu ka esi kpaji ọkpọsi sili ike, ọmalica nkulu! 18 Ngi ada nke bi nà Daibon, si n'otuto-i zidata, ka inọdu ani n'akpili ikpọ-nku; makana onye nbibi nke Moa[1]

arọgotago imedide i, omebigo ebe nke i egwurụbega-lu iga. 19 Ngi onye bi n'Aroa, kwulu n'uzọ, ka inyo: jua nwoke gbanabakọ agbanaba, na nwayi gbapukọ agbapu; si, Gini ka emelu? 20 Emenyego Moab ifele n'iru; makana emebigo ya: cibanu ákwá nakwa-azi-nu ákwá; gosinu ya n'Anon, na emebigo Moab. 21 Ikpe adakwasigo ani ntela; Holon, na Jaza, na Mefeat; 22 Daibon, na Nibo, na Bet-diblataim; 23 na Kiriataim, na Bet-gamul, na Bet-meon; 24 na Keriot na Bozra, na obodo nine nke ani Moab, nke ditelu aka ma-ọbu nke di nso. 25 Ebepugo mpi Moab, akpajigo ọgwe-aka-ya, ka Jehofa kwulu. 26 Menu ka manya gbube ya; makana ọmelu onweya nuku medide Jehofa: Moab gatulu nime agbọlọ-ya, yanwa azi ganọ nime akaje. 27 Makana ọbu na Israel aburọlu i ife ime-akaje ka? afulu ya-li n'etiti ndi ori ka? makana mgbe ikwuna maka ya, ineferube isi. 28 Unu ndi bi na Moab, rapunu obodo-ga, bilinu na nkpuma; dinu ka nduli nke naku akwu-ya n'akuku ọnu ugbò. 29 Ayi anugo maka ngala Moab, *na* ọnagalaka; idi-enuya, na ngala-ya, na ibuni-onweya, na obi-ngala-ya. 30 Munwa amago iwe-ya, na ọbu ife nkiti, ka Jehofa kwulu; inya-isi-ya emerọ ife ọbuna. 31 Nya ka mgeji cibalu Moab ákwá; eye, agamakpọsi nkpu ike maka Moab nine: fa gerulu ndi Ka-herez uru. 32 Agameji *ákwá* kalili ákwá Jeza wekwalu i ákwá, ngi fain nke Sibma: ngadaba-i gafegalu orimili nnu, fa lulu *ọbunadu* genye n'orimili nnu nke Jeza: onye nbibi adakwasigo n'enu nkpulu osisi na ikpokọ nkpulu fain i: 33 Esitego n'ani-ugbo namasi nni na ani Moab wepu anụli na ngoli; emegom ka manya *fain*

kwusi n'ebe anazọca manya *fain:* onye ọbuna ameji nkpu aṅuli wezọca; ikpọ-nkpu amabu nkpu manca. 34 Sitena ákwá Heṣbon genyena Eleale, welue na Jehaz ka onu-fa ralu, sitena Zoa genyena Horonaim, welue Eglat-ṣelisiya: makana mili-ga nke Nimrim azi gabu nkpọnkpọ ebe. 35 Agameme azi ka onye nacu aja n'ebe di enu, na onye nesulelu cuku-ya-ga ife ísì usọ, kwusi na Moab, ka Jehofa kwulu. 36 Nya ka obim ji ara ka ọja maka Moab, obim nara ka ọja maka ndi Kaherez: nya ka imelime kwulu imelime ife ọnwelu ji na n'iyi. 37 Makana isi nine kpocalu ekpoca, afu-ọnu nine ka akọbenatalu akọbenata: eyikasili aka nine, akwa uju di n'ume *nine.* 38 N'enu unọ nine nke Moab na ilo di-ga ya igo-ákwá di n'ebe nine: makana etiwagom Moab ka aya nke nasọrọnu, ka Jehofa kwulu. 39 Nekene ka esi mebi ya! nekene ka fa si aci ákwá! nekene ka Moab si gbakuta azu n'ifele! nọfu ka Moab gesi bulu ndi nine nọrubelu ya ife ime akaje na ife imebi obi. 40 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ne, ọganefe ka ụgo, gbasa nku-ya imedide Moab. 41 Ewelugo Keriot, ewelugo azi ebe egwurube-galu iga na ntumade, obi ndi dike Moab gadi n'ubọsi afu ka obi nwayi nke nọ n'ife-olulo-ya-ga. 42 Agemebi Moab ka ọghalu ibuzi ofu ndi, makana ọmego onweya nuku medide Jehofa. 43 Egwù, na onunu, na ọnyà, dili i, ngi onye bi na Moab, ka Jehofa kwulu. 44 Onye gbaputalu n'egwù gada n'onunu; onye si n'onunu rọgota gama n'ọnyà: makana agameme ka arọ nneta-fa dakwasi ya, *bú* Moab, ka Jehofa kwulu. 45 Ndi gbanabalunu kwulu n'okpulu ndo Heṣbon nénwe ike: makana ọku esigo na Heṣbon pua, ilele ọku si n'etiti Saihon, ọlacapu

nkuku Moab, na opu-n'isi ndi nkpọtu. 46 Afufu nadili i, Moab! ndi Kimọs anago n'iyi: makana adọlu umu-i ndikom n'agha, dọlu azi umu-i umunwayi n'agha. 47 Ma agameme ka ndi Moab adọlu n'agha cigha n'ubọsi ikpe-azu, ka Jehofa kwulu. N'ebe a ka ikpe Moab jedebelu.

49 1 Nke umu Amon. Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Israel enwerọ umu ndikom ka? ọnwerọ oli-ukwu ka? maka ginizi ka Malkam ji lita Gad n'ukwu, ndi-ya bili n'obodo di-ga ya? 2 Nyabu, ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, nke Mgeme ka anu nkpu agha imedide Raba nke umu Amon; ọgabu nkpọnkpọ obo, ageji ọku wesule umu-ya umu-nwayi: mgbe afu Israel genwelu ndi nwe ya-li, ka Jehofa kwulu. 3 Ngi Heṣbon, ciba ákwá, makana ebibigo Ai; kwabanu ákwá, unu umu nwayi Raba, jelunu akwa uju: gobenu akwa, nagbaghalinu n'etiti ogige-ga; makana agadọlu Malkam n'agha, ndi-ncu-aja-ya na ndi-isi-ya n'ofu. 4 Ngi ada nke nadacigha azu, maka gini ka iji anya isi mgbulugudu-ga, mbulugudu-i nerupu erupu? onye cekwubelu ife ọmega-lu, *nasi*, Onye gabiakutem? 5 Ne, agameme ka egwù si na ndi nine dirubelu i dakwasi i, ka Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, kwulu; agacupusi unu ebe onye anọna aculu ya gaba n'iru, ọnwerọ onye gakpọkọba onye nawaghali awaghali. 6 Ma emesia agameme ka umu Amon adọlu n'agha cigha, ka Jehofa kwulu.

7 Nke Idom. Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Amamife adi azi ọzọ na Timan ? alo ananarigo ndi nwelu nghọta n'iyi ka?

Amamife-fa fulu efu ka? 8 Gbanabanu, cighanu azu, bimienu ebimie, unu ndi bi na Dedan; makana agameme ka nuku afufu nke Isọ dakwasi ya, *bú* ọge Mgeneta ya. 9 Ọbuluna ndi nagho nkpulu fain biakutelu i, fa amaghọfọ nkpulu fain *ọnwọ* ka? ọbuluna ndi ori *abia* n'ucici, fa amebibi genye fa ewenwe ka ogbolu fa ka? 10 Ma Munwa emego Isọ ka ọgbalu ọtọ, ekpughegom ebeya di-ga nzuzo, ọmenwezi ike izobe onweya: emebisigo nkpulu-ya, na umu-nna-ya, na ndi-agbata-obi-ya, ọnọrọzi. 11 Rapu umu-i nenwerọ nna, Munwa gedebe fa ndu; ka ndi-ajadu-i cekwubem. 12 Makana nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ne, ndi anekperọ ikpe ila n'iko afu galalili; nginwa nabu onye gapusi n'itali nca ka? imapu n'itali, ma igalalili. 13 Makana ejim Onwem weñu iyi, ka Jehofa kwulu, na Bozra gabu ife itu-n'anya, na nkpali, na ebe tọgbọlu nkitì, na ife ikpọ-iyi; obodo nine di ya gabu ebe tọgbọlu nkiti ebe-ebe. 14 Anugom ozi sitelu n'aka Jehofa, aragolu mbaga ukọ, *nasi*, Gbakọbanu ọnu, ka unu bia imedide ya, binie-azi-nu ibu agha. 15 Makana, ne, emegom i ọbele n'etiti mba-ga, me i ife nneni n'etiti madu. 16 Idi-egwu-i, ngala obi-i ebunigo i enu, ngi onye nebi na ngbọwa nke nuku nkpuma, nke nejide enu nọngongo: ọbulugodu na ikua akwu-i ka ọdi enu dika ugo, agamesi n'ebe afu wedata i, ka Jehofa kwulu. 17 Idom gabu ife itu-n'anya: ọgatu onye ọbuna nke gafekọ ya n'anya, ọgama ọsọ itali nine di ya. 18 Dika osi di na nkwakpọ Sọdom na Gọmora na agbata di-ga fa, ka Jehofa kwulu, onye ọbuna amebi n'ebe afu, nke nwa nke madu ọbuna ganọ dika ọbia nime ya. 19 Ne, ọgarọgota dika agaba nke si na ngala Jọdan put

imedide ebe-ita-nni nke ọkpu: ma agameme ya ka ọgbanabalu ya ọsọ na ntumade; onye arọtalu, ya ka Mgeci isi-ya: makana onye di kam? onye gakalum ọge? onye bu onye nazu atulu nke ga-kwu n'irum? 20 Maka ya nulunu alo Jehofa, nke Ọragolu imedide Idom; na izuzu-Ya-ga, nke Ozugolu imedide ndi bi na Timan: Ezie fa gadọ-kpupu fa, *bú* umu ìgwè atulu; ezie Ọgeme ka fa tu ebe-ita-nni-fa n'anya. 21 Ani marubelu n'onu ọdida-fa; ikpo-nkpu di, nke anulu onu-ya n'Ori-mili Nme-nme. 22 Ne, ọgarọgota nefe dika ugo, gbasa nku-ya imedide Bọzra: obi ndi-dike Idom n'ubọsi afu gadi ka obi nwayi nime ife-olulo-ya-ga.

23 Nke Damaskọs. Ifele neme Hemat, na Apad; makana fa anugo ajọ akukọ, agbazepusigo fa: nce-kasi di n'enu orimili nnu; ọpurọ inọdu du. 24 Ike agwusigo Damaskọs, orughalia onweya igba-nabanu, aru amabago ya nni: nkpa na uru ejidego ya, dika nwayi ime neme. 25 Kedu ka anesirọ gba-nari obodo otuto, *bú* obodo ngolim? 26 Nyabuna umu-ikolọbia-ya gada n'ilo-ya-ga, ageme ka ndi agha nine delu du mbọsi afu, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 27 Agamamunye azi ọku n'aja-odido Da-maskọs, ọgalacapu nuku unọ-ga nke Ben-hedad.

28 Nke Kida, na nke ani-eze Hezoa-ga, nke Nebukadreza eze Babilon tigbulu.

Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Binienu, rọgobenu na Kida, ka unu mebisie umu iru-anya-anwu. 29 Fa gacili ikwu-fa-ga na ìgwè-ewu-na-atulu-fa; fa gebupulu onwefa ife-okpukpu-fa, na ife-fa nine, na kamel-fa: fa gakpọ fa oku, Egwù n'akuku

30 Gbanabanu, watenu aka, bimienu, unu

ndi bi na Hezoa, ka Jehofa kwulu: makana Nebukadreza eze Babilon arago alo imedide unu, ozubego izuzu imedide unu. 31 Binienu, rọgonu na mba nke nọ nwa-bu, nke bi n'aru-ofufo, ka Jehofa kwulu; nke nenwerọ ọnu-uzọ-ilo-ga nke fa nenwe nga-ga, nke sọsọ fa bi. 32 Kamel-fa gabu ife ipu-n'ike, imelime ife-enunu-fa nine gabu azi ife nkwali: agamacusa azi nye ikuku nine ndi ghecabenatalu nkuku *ntutu-fa*; agameme azi ka nuku afufu-fa si n'akuku fa nine bia, ka Jehofa kwulu. 33 Hezoa gabu ọte nkita ọfia, bulu azi nkpọnkpọ obodo ebe-ebe: onye ọbuna amebi n'ebe afu, nke nwa nke madu ọbuna ganọ dika ọbia nime ya.

34 Okwu Jehofa nke biakutelu Jeremaia amuma maka Ilam n'isi-nbido ocici Zedekaia eze Juda, si, 35 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi-agha* kwulu: Ne, agamakpaji uta Ilam, *lú* isi nke ike-fa. 36 Agameme ka ikuku inọ si na nkuku inọ nke enu-igwe dakwasi Ilam, agamacusa fa n'ebe ikuku nine a di; mba ọbuna amadi nke ndi Ilam acupulu acupu manabia. 37 Agameme ka obi mebie Ilam n'iru ndi-ilo-fa, na iru ndi nacọ ndu-fa: agameme azi ka ajọ ife dakwasi fa, bu iwem di ọku, ka Jehofa kwulu; agamezita nmà n'azu fa, genye ewemkpocapu fa: 38 agamadọba ukpom n'Ilam, gesi n'ebe afu bibie eze na ndi-isi, ka Jehofa kwulu. 39 Ọgeme azi n'ubọsi ọdi-n'iru, agameme ka ndi Ilam adọlu n'agha cigha ọzọ, ka Jehofa kwulu.

50 1 Okwu Jehofa kwulu maka Babilon, na ani ndi Kaldea, sitena aka Jeremaia amuma.

2 Gosinu n'etiti mba-ga me-azi-nu ka anu, kwubanu ọkọlọtọ; menu ka anu, ezobenanu ezobe·

Digitized by Google

sinu, Ewelugo Babilon, emenyego Bel ifele n'iru, emebigo Merodak obi; emenyego alusi-ya-ga ifele n'iru, emebigo ndi-mọ-ya. 3 Makana n'Ugwu ka mba gesi rọgota imedide ya, nke geme ani-ya ka ọbulu nkpọnkpọ ani, onye ọbuna amebi ya: fa agbanabago, fa anago, ka madu ka anumanu. 4 N'ubọsi afu-ga, na ọge afu, ka Jehofa kwulu, umu Israel gabia, fanwa na umu Juda n'ofu; fa ganaga nakwa ákwá, fa gaco Jehofa Cuku-fa. 5 Fa gaju ase Zaion do iru-fa n'ebe afu, *nasi*, Bianu, nyakudonu onweunu na Jehofa nime àgbà ebe-ebe nke amanecezọ ecezọ.

6 Ndi nkem abulugo atulu fulu efu: ndi nazu fa emego fa ka fa kpafue, fa enufugo fa n'enu ugwu-ga: fa esigo n'ugwu felu na ngongo, fa ecezọgo ebe-nmakpu-fa. 7 Ndi nine fulu fa elicapugo fa: ndi namanye fa si, Amama ayi ikpe, makana fa emego njọ medide Jehofa, *bú* ebe obibi nke ezi omume, ọbunadu Jehofa, atumanya nke nna-fa. 8 Sinu n'etiti Babilon gbanaba, sinu n'ani ndi Kaldea pua, dinu ka nkpi n'iru ìgwè atulu na ewu. 9 Makana, ne, Munwa gesi n'ani Ugwu kpanie nzukọ nuku mba-ga me ka fa rọgota imedide Babilon: fa gedo onwefa n'usolo n'usolo imedide ya; agesita n'ebe afu wewelu ya: ufele-fa gadi ka nke ọka-uta di ike; ọnwerọ nke gecigha na nkiti. 10 Kaldea gabu ife nkwali: afọ geju ndi nine kwalili ya, ka Jehofa kwulu. 11 Makana unu nañuli añuli, makana unu negoli ngoli, unu ndi napulu ùkwùm n'ike, makana unu namani enu dika nwa-agbọ efi nke nazọca *ọka*, nebe azi akwa ka anyinya di-ga ike; 12 ifele geme nne-unu agadaga; onye mulu unu ka age-

ifele n'iru: ne, ya gabu ọdù mba *nine*,

ọfia kwu nkiti, na ani ọkpọ-nku, na ani ọzala. 13 Sitena iwe nke Jehofa amebi nime ya, ma ọgabusi nkpọnkpọ ani nca: ọgatu onye ọbuna nke gafekọ Babilon n'anya, ọgama ọsọ n'itali-ya nine. 14 Unu ndi nine nadọ uta, donu onweunu n'usolo n'usolo imedide Babilon okilikili; gbanu ya uta, arapukwana ufele ọbuna: makana ọmego njọ medide Jehofa. 15 Kpọtubanu nkpu agha okilikili medide ya; ọkwenyego; iga-ya adago, akwatugo ajaodido-ya-ga n'ani: makana ọbu ọbọ Jehofa; bọnu ọbọ n'isi-ya; menu ya, ka yanwa si meli. 16 Bepunu ọgha-nkpulu na Babilon, na onye neji nmà ibe ọka n'aka n'ọgc ọwuwe-nni: maka ifi nmà neme ife-ike fa gedo iru ebe onye anọna *ojeku* ndi nke ya, fa gagbanaba ebe onye anọna *ọna* n'ani nke ya.

17 Israel bu atulu kpafulu akpafu; agaba acupugo ya: mbu eze Asiria licapulu ya; nke ikpeazu Nebukadreza nka eze Babilon akpajigo ọkpukpu-ya-ga. 18 Nya ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, ji kwue nọnwọ, si: Ne, agamenye eze Babilon na ani-ya afufu, etu Msi nye eze Asiria afufu. 19 Agameme azi ka Israel cigha n'ebe-ita-nni-ya ọzọ, ọganazu onweya n'enu Kāmel na Beṣan, afọ geju azi nkpulu-obi-ya n'enu ugwu Ifraim-ga na nime Gilead. 20 N'ubọsi afu-ga, na ọge afu, ka Jehofa kwulu, agacọba ajọ omume Israel, ofu efu amadi; na njọ Juda, ma amafu fa: makana agamagbaghalu ndi Mmelu ka fa gbọputa.

21 Rọgo imedide ani Merataim, *ọbunadu* imedide ya, na imedide ndi bi na Pekod: gbube weputasia fa n'usọ *imebi fa*, ka Jehofa kwulu, me etu ife nine Mtigolu i n'iwu si di. 22 Onu agha, na nke nuku ntikpọ, di n'ani. 23 Nekene ka esi bepu otutu uwa nine tilisia ya! nekene ka Babilon si bul

nkpọnkpọ obodo n'etiti mba-ga! 24 Agbagolum i ọnya, ewelugo azi i, ngi Babilon, ma nginwa amarọ: afugo i, nwude azi i, makana inusogo Jehofa ọgu. 25 Jehofa emeghego unọ-ife-agha-Ya, weputa ife agha-ga nke ajọ iwe-Ya: makana Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, nwelu ọlu *Ọgalu* n'ani ndi Kaldea. 26 Sinu n'akuku nine biakute ya, meghenu anuru-ya-ga: tunite ya enu dika obo ife, weputasia ya n'usọ *imebi ya:* ekwena ka ife ọbuna gbọputalu ya. 27 Gbue oke efi ya nine; me ka fa gbada ka ewegbue fa: afufu gadili fa! makana ubọsi-fa abiago, *bú* ọge nneta-fa. 28 Onu ndi si n'ani Babilon gbanaba gbapu azi, igosi na Zaion ọbọ Jehofa Cuku-ayi, ọbọ unọ nsọ Ya. 29 Kpọkọbanu ndi-ọgba-uta ọnu imedide Babilon, ndi nine nadọ uta; nyenu ikwu imedide ya okilikili; ekwena ka onye ọbuna nime ya gbapu: nyecigha ya ka ọlu-ya si di; me ya, ka ife nine ọmegolu si di: makana ọnali agala ngala emedide Jehofa, medide Onye di Nsọ nke Israel. 30. Nya ka umu-ikolọbia-ya geji da n'ilo-ya-ga, ageme ka ndiagha-ya nine delu du n'ubọsi afu, ka Jehofa kwulu. 31 Ne, anamemedide i, ngi onye ngala, ka Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha*, kwulu: makana ubọsi-i abiago, ọge Mgeneta i. 32 Onye ngala gasọ ngọngọ, da azi, ọnwerọ onye geme ka obinie: agamamunye azi ọku n'obodo-ya-ga, ọgalacapu ndi nine nọrubelu ya okilikili.

33 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: emegbukọlu umu Israel na umu Juda ọnu; ndi nine dọlu fa n'agha jisie fa ike; fa ju irapu fa. 34 Onye-ngbaputa-fa di ike: Jehofa nke usu *ndi agha* bu afa-Ya: Ogekwusi ọnu fa nca, ka Ọwenye uwa izulu-ike, sogbue azi ndi bi na Babilon.

35 Nmà di n'isi ndi Kaldea, na isi ndi bi na Babilon, na isi ndi-isi-ya, na isi ndi-amamife-ya, ka Jehofa kwulu. 36 Nmà di n'isi ndi nanya isi, fa ganasọkwu nsọkwu: nmà di n'isi ndi-dike-ya, obi gemebi azi fa. 37 Nmà di n'isi anyinya-fa, na isi ugbọ-ani-fa, na isi ndi nine gwalu ọgwa ndi nọ n'etiti ya, fa gadi ka umu-nwayi: nmà di n'isi àkù-ya, agapulu fa n'ike. 38 Ọge mili ozizo adirọ di n'isi mili-ya-ga, ageme ka fa tacasia: makana ọbu ani alusi apili api, fa napu ala neze ife ibobo-ga. 39 Nyabuna anu ọfia na anu nebe uya gebi-ga ebe afu, ọstric gebi-ga azi ya: *madu* amanọzi ya ọzọ ọkpu; nke anebi nime ya sitena ndudugandu genyena ndudugandu. 40 Dika mgbe Cuku ji kwakpọ Sọdom na Gọmora na *obodo*-agbata-ya-ga, ka Jehofa kwulu; onye ọbuna amebi n'ebe afu, nke nwa nke madu ọbuna ganọ dika ọbia nime ya. 41 Ne, ofu ndi si n'Ugwu biana; agakpani ofu nuku mba, na imelime eze n'ebe tekalisili nke uwa. 42 Fa naci uta na ube; ndi afu neme ife-ike, fa enwerọ ebele; onu-fa nakpọtu ka orimili nnu, fa bu anyinya; fa kecasili ekike agha, dika onye jekọ agha, imedide i, ngi ada Babilon. 43 Eze Babilon anugo ude-fa, aka akupucasia ya: ife ngbu negbu ya, ife nelo ya dika nwayi ime neme. 44 Ne, ọgarọgota dika agaba nke si na ngala Jọdan puta imedide ebe-ita-nni nke ọkpu: ma agameme fa ka fa gbanabalu ya ọsọ na ntumade; onye arọlu, ya ka Mgeci isi-ya: makana onye di kam? onye gakalum ọge? onye bu onye nazu atulu nke gakwu n'irum? 45 Maka ya nulunu alo Jehofa, nke Ọragolu medide Babilon; na izuzu-Ya-ga nke Ozugolu medide ani ndi Kaldea: Ezie fa gadọkpupu fa, *bú* umu ìgwè atulu; ezie Ọgeme ka fa tu ebe-ita-nni

n'anya. 46 Ani marubelu n'onu nke ọwuwe Babilon, anu ákwá afu n'etiti mba-ga.

51 1 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ne, agameme ka ifufe nke nemebi ife fedide Babilon, na ndi bi na Leb-kamai. 2 Agamezigalu Babilon ndi ani madu, ndi gafuca ya; fa gekpocapu *ndi* ani-ya: makana n'ubọsi ajọ ife fa ganọrube ya okilikili imedide ya. 3 Ka ọgba-uta ghalu idọ uta-ya, ka ọghalu ibunite onweya enu nime afe-agha-ya: unu arapukwana umu-ikolọbia-ya; weputasia usu ndi agha ya n'usọ *imebi ya*. 4 Fa gada n'ani egbusisia fa n'ani ndi Kaldea, amapusi fa n'ilo-ya-ga. 5 Makana Jehofa nke usu *ndi agha*, bu Cuku-ya, arapurọ Israel, ma-ọbu Juda sọsọ fa; ọbu ezie na ikpe masili ani-fa nca n'imedide Onye di Nsọ nke Israel. 6 Sinu n'etiti Babilon gbanaba, ebe onye anọna ka ọzọputa ndu-ya; ka aghalu ibepu unu n'ajọ omume-ya: makana nka bu ọge ọbọ Jehofa; Yanwa gakwu ya ugwọ. 7 Babilon abugoli iko ọna-edo n'aka Jehofa, nke melu ka manya gbube uwa nine: mba nine alago manya-ya; nya kpatalu mba nine ji napu ala. 8 Babilon adago na ntumade, tikpọsia: cibalu ya ákwá: welu *ọgwu* bam maka ife-ngbu-ya, ike na agazọ ya. 9 Ayi akazọli Babilon, ma azọrọ ya: rapu ya, ka ayi jenu ebe onye anọna *ọje* n'ani nke ya: makana ikpe-ya lulu n'enu-igwe, ewebunie ya *ọbunadu* genye n'ígwé-ga. 10 Jehofa eweputago ezi omume-ayi ife: bia, ka ayi kọ na Zaion ọlu Jehofa Cuku-ayi. 11 Muanu ikọ; jisienu ọta ike: Jehofa emenigo mọ ndieze ndi Midia; makana izuzu-Ya bu imedide Babilon, ka Owemebie ya: nka bu ọbọ Jehofa, ọbọ nsọ Ya. 12 Kwunitenu ọkọlọtọ imedide aja-

odido-ga nke Babilon, menu ka nce sie ike, kwubanu ndi nce, kwadebenu ndi iru-mbi: makana Jehofa ezubego me azi ife Okwululi maka ndi bi na Babilon. 13 Ngi onye nebi n'enu imelime mili, juputa n'àkù, isi-njedebe-i abiago, *bú* nsi-ama elele-i. 14 Jehofa nke usu *ndi agha* ewelugo Onweya weñua iyi, *si*, Ezie agameji ndikom wemeju i, dika igwulube; fa gakpọsi nkpu ike imedide i.

15 Oji ike-Ya weke uwa, amamife-Ya ka Oji me ka ani nine kwusie ike, nghọta-Ya ka Oji wesetipu ígwé-ga: 16 Ọme ka onu-Ya ra, nkpọtu mili di-ga n'enu-igwe-ga akpọtuba, Ọneme azi ka alulu si n'ebe uwa jedebelu nakwuni enu; Ọnemelu mili ozizo amuma, si n'ebe Ọnakwakọba ife neweputa ifufe. 17 Madu nine bu sọ anu ọfia fa amarọ ife; anemenye uzu ọbuna nakpu ọna-edo ifele n'iru sitena alusi-ya apili api: makana alusi ọkpulu bu así, umè adirọ nime fa. 18 Ife afu-ga bu ife nkiti, ọlu nlafu: n'ọge nneta-fa fa gana n'iyi. 19 Okè Jekob adirọ ka ife ndia; makana Yanwa bu Onye nakpu ife nine; *Israel bu* ebo ùkwù-Ya: Jehofa nke usu *ndi agha* bu afa-Ya.

20 Nginwa bu anyike-agham na ife-agham: ngi ka Mgeji tili mba-ga; ngi ka Mgeji azi mebi ani-eze-ga; 21 ngi ka Mgeji azi tili anyinya na onye obu; ngi ka Mgeji azi tili ugbọ-ani na onye obu; 22 ngi ka Mgeji azi tili nwoke na nwayi; ngi ka Mgeji azi tili agadi nwoke na nwata-kili; ngi ka Mgeji azi tili okolọbia na nwa-agbọ; 23 ngi ka Mgeji azi tili onye nazu atulu na ìgwè-atuluya; ngi ka Mgeji azi tili onye ọlu ugbo na efi ọluya-ga; ngi ka Mgeji azi tili ndi-isi na ndi naci ani. 24 Agamenyecigha Babilon na ndi nine ḥ

na Kaldea ajọ ife-fa nine nke fa melu na Zaion n'anya-unu, ka Jehofa kwulu.

25 Ngi ugwu nemebi ife, nke nemebi uwa nine, ne, anamemedide i, ka Jehofa kwulu: agamesetipu akam tukwasi i, si na nkpuma-ga kpọleda i n'ani, me azi i ugwu esulelu esule. 26 Fa amanalu i ofu nkpuma nkuku, nke fa nanalu nkpuma ka ọbulu ntọ-ani-ga; ma igabu nkpọnkpọ ani ebe-ebe, ka Jehofa kwulu. 27 Kwubanu ọkọ-lọtọ n'ani, gbubenu opi n'etiti mba-ga, do mba-ga nsọ imedide ya, kpọkọbanu ani-eze-ga nke Ararat, na Mini, na Aṣkenaz, imedide ya: kanu ọci-agha imedide ya; menu anyinya ka fa rọgota dika ajọ igwulube. 28 Donu mba-ga nsọ imedide ya, *bú* ndi-eze ndi-Midia, ndi-isi-fa, na ndi nine naci ani-fa, na ani nine ọnaci. 29 Ani namarube nọdu n'ife ngbu: makana izuzu Jehofa-ga imedide Babilon nakwudo, ime ani Babilon ka ọbulu nkpọnkpọ ani, énwe onye obi. 30 Ndi-dike Babilon akwusigo ibu agha, fa nọ n'iga-fa-ga; ike agwugo fa; fa adigo ka umu-nwayi: esunyego ọku n'ebe-obibi-ya; etijisigo nga-ya-ga. 31 Ofu onye ọsọ gagbalu ọsọ gekwudo onye-ọsọ-ibe-ya, ofu onye ozi gagbalu ọsọ gekwudo onye-ozi-ibe-ya, igosi eze Babilon na ewelugo obodo-ya n'akuku nine: 32 ananọci uzọ isi lufe mili n'eyi-uce: ọdọ-miliga ka fa ji ọku wesule, ndi agha nama aru nni.

33 Makana nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu: Ada Babilon di ka ebe izọca *ọka* n'ọge azọcalu ya; nwankenke ọge kwu, na ọge ọwuwe-nni gabialu ya. 34 Nebukadreza eze Babilon elicapugom, ọgweligom, ọmegom aya ife nadirọ, onogom dika dragon, ọwelugo ife-usọm wemejue afọ-ya; ọcupugom. 35 Onye bi

na Zaion gasi, Ka ife-ike emelum na arum di n'isi Babilon; Jerusalem gasi, Ka ọbalam di n'isi ndi bi na Kaldea. 36 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Ne, agamekwu ọnu-i, bọlu i ọ́bọ̀; agameme ka orimili nnu ya tasia, me ka isi-iyi-ya ta. 37 Babilon gabu obo-ife-ga, ọte nkita ọfia, ife itu-n'anya, na ife ima-ọsọ, énwe onye obi. 38 Fa ganagbọkọ uja ọnu dika umu-ikolọbia agaba; fa ganebe inwulu ka umu agaba. 39 Mgbe fa di ọku, agamedozili fa manya ọlila, agememe azi ka manya gbube fa, ka fa wegolibe, la ula ebe-ebe, ghalu iteta eteta, ka Jehofa kwulu. 40 Agamakpọdata fa dika umu atulu ejekọ gegbu egbu, dika ebunu na nkpi-ga. 41 Nekene ka esi welu Ṣeṣak! nekene ka esi welu otuto uwa nine n'eyiuce! nekene ka Babilon si bulu nkpọnkpọ obodo n'etiti mba-ga! 42 Orimili nnu arọgotago n'isi Babilon: eji nkpọtu akpoli di-ga ya wekpudo ya. 43 Obodo di-ga ya abulugo nkpọnkpọ obodo, ani ọkpọ-nku, ani ọzala, ani madu nebirọ nime ya, nke nwa nke madu ọbuna nagafe ya. 44 Agamenye azi Bel *nke di* na Babilon afufu, weputa n'ọnu-ya ife onogolu; mba amerukọzi ọnu ọzọ wejeku ya: eye, aja-odido Babilon gada.

45 Unu ndi nkem, sinu n'etiti ya pua, ebe onye anọna ka ọme ka nkpulu-obi-ya gbapu n'iwe di ọku nke Jehofa. 46 Ka ufu ghalu ikpu obi-unu, unu atukwana egwu akukọ aganu n'ani: makana akukọ gabia ofu arọ, nke-afu ga akukọ *gabia* n'arọ ọzọ, ife-ike *gadi* n'ani, onye nacinu gemedide onye nacinu. 47 Maka ya, ne, ubọsi abiana, nke Mgekpe alusi Babilon-ga nke apili api ikpe, ifele geme ani-ya nine; ndi-ya nine egbulu egbu gada n'etiti ya. 48 Emesia enu-igwe na uwa, na ife

nine di nime fa, gabu abù anuli n'isi Babilon; makana ndi nbibi gesi n' Ugwu biakute ya, ka Jehofa kwulu. 49 Etu Babilon si me ndi Israel egbulu egbu ka fa da, nọfu ka ndi ani afu nine egbulu egbu gesi da na Babilon. 50 Unu ndi gbapugolu nmà, jebenu, akwunanu du; cetanu Jehofa n'ọte-aka, ka Jerusalem bata n'obi-unu. 51 Ifele neme ayi, makana ayi anugo okwu nkpali; emenyego ayi ifele n'iru: makana ndi-ọbia abatago nime ebe di-ga nsọ nke unọ Jehofa. 52 Maka ya, ne, ubọsi abiana, ka Jehofa kwulu, nke Mgekpe alusi-ya api-ga-lu api ikpe; ndi alulu aru gasu ude n'ani-ya nine. 53 Ọbulugodu na Babilon galigo n'enu-igwe, ọbulugodu azi na ọgeme ka ebe di enu nke ike-ya sie ike, ma ndi nbibi gesite n'akam webiakute ya, ka Jehofa kwulu. 54 Onu ákwá sitelu na Babilon, na nke nuku ntikpọ sitelu n'ani ndi Kaldea! 55 makana Jehofa nemebi Babilon, me ka nuku onu nanari ya n'iyi; akpoli-fa nagbọga ka imelime mili-ga, nkpọtu onu-fa nakpọtu: 56 makana onye nbibi abiakwasigo ya, *ọbunadụ* Babilon, ewelugo ndi-dike-ya, akpajiligo uta-fa: makana Jehofa bu Cuku nke nnyecigha, Ọgenyecighalili ọzọ. 57 Agameme ka manya gbube ndicie-ya na ndi-amamife-ya, ndi-isi-ya na ndi-ya nacinu, na ndi-dike-ya; fa gala ula ebe-ebe, ghalu iteta eteta, ka Eze kwulu, Onye afa-Ya bu Jehofa nke usu *ndi agha*. 58 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Agakwatu obodobo ajaodido Babilon nca nca, ageji ọku wesule ọnuuzọ-ilo-ya di-ga enu; ndi *nine n'uwa* gadọ àkànyà ife nelorọ elo, mba-ga *gadili* ọku; ike gagwu fa.

59 Okwu Jeremaia amuma tili Seraia nwa Neraia, nwa Masaia n'iwu, mgbe oji solu Zedekaia

eze Juda je na Babilon n'arọ nke-inọ nke ocici-ya. Seraia buli onye-isi·idozi ebe-edina eze. 60 Jeremaia wede n' akwukwọ ajọ ife nine nke gadakwasi Babilon, *ọbunadu* okwu nine ndia edelu maka Babilon. 61 Jeremaia wesi Seraia, Mgbe ibialu na Babilon, ne anya ka igua okwu nine ndia, 62 si, Ngi Jehofa, Nginwa ekwugo maka ebe a, ibepu ya, ka onye ọbuna ghalu ibi nimẹ ya, ka madu ka anumanu, ma ka ọbulu nkpọnkpọ obodo ebe-ebe. 63 Ọgeme azi, na mgbe igusili akwukwọ a, na igefiekọdo ya nkpuma, tunye ya n'etiti Ufretis: 64 igasi, Nọnwọ ka Babilon gesi mi, omebini ọzọ sitena ajọ ife nke Munwa geweta n'isi-ya: ike gagwu fa.

Ebẹ a ka okwu Jeremaia jedebelu.

52 1 Zedekaia gbalu oru arọ na ofu ka obidolu cibe eze; ocie arọ ili na ofu na Jerusalem: afa nne-ya bu Hamutal nwa Jeremaia onye Libna. 2 Ọmelu ajọ ife n'anya Jehofa, etu ife nine Jehoiakim melu. 3 Makana emelu ya na Jerusalem na Juda sitena iwe Jehofa, genye na mgbe Ọwecupusia fa n'iru Ya: Zedekaia wenupu isi n'okpulu eze Babilon. 4 Oluzia ka ọdi n'arọ nke-itenani ocibelu eze, n'ọnwa nke-ili, n'ubọsi nke-ili n'ọnwa, Nebukadreza eze Babilon bia, yanwa na usu ndi agha ya nine, imedide Jerusalem, wenyerube ya ikwu; fa lurube azi ya unọ ndi agha okilikili. 5 Ewenọcibido obodo afu genye n'arọ nke-ili-naofu nke eze Zedekaia. 6 N'ọnwa nke-inọ, n'ubọsi nke-itenani n'ọnwa, ugani ka aru n'obodo, nni ọbuna adirọzili ndi ani afu. 7 Ewegbọwa *aja-odido* obodo afu, ndi agha nine wegbapu, welu ucici si n'uzọ nke ọnu-uzọ-ilo n'etiti aja nabọ, nke didebe ogige eze, pua n'obodo; (ndi Kaldea nemedi·

do afu okilikili :) fa si n'uzọ Araba je. 8 Usu ndi agha Kaldea wecuba eze, gbakwudo Zedekaia n'ani ntela nke Jeriko ; usu ndi agha ya nine gbanarisia ya. 9 Fa wejide eze, wegolu ya eze Babilon na Ribla n'ani Hemat ; ọwegwa ya okwu ikpe. 10 Eze Babilon wegbue umu Zedekaia ndikom n'anya-ya : ogbue azi ndi-isi Juda nine na Ribla. 11 Ọme ka Zedekaia kpue isi ; eze Babilon weyibe ya ọgbiligba n'ukwu, wega ya na Babilon, tinye ya n'unọ nga genye n'ubọsi ọnwu-ya.

12 N'ọnwa nke-ise, n'*ubọsi* nke-ili n'ọnwa, nke bu arọ nke-ili-na-itenani Nebukadreza, eze Babilon, Nebuzaradan ọci-agha ndi nce, nke kwu n'iru eze Babilon, bia na Jerusalem : 13 owesule unọ Jehofa na unọ eze ọku ; na unọ nine di na Jerusalem, ọbunadu nuku unọ ọbuna, ka osulelu ọku. 14 Usu ndi agha ndi Kaldea nine, ndi so ọci-agha ndi nce, wetikpọrube aja-odido nine nke Jerusalem okilikili. 15 Nebuzaradan ọci-agha ndi nce wedọlu ọnwọ na ndi dakalili ọgbenya n'etiti ndi *Israel*, na ndi fọdulunu *bú* ndi arapulu n'obodo, na ndi gbapulu agbapu, *bú* ndi gbapulu je eze Babilon, na ndi gbọfọlu n'ìgwè madu, n'agha. 16 Ma Nebuzaradan ọci-agha ndi nce afu rapulu ọnwọ ndi dakalili ọgbenya n'ani ka fa naluca fain nalu ọlu ugbo. 17 Ide ọna-ọku di-ga n'unọ Jehofa, na ukwu-fa na orimili ọna-ọku di-ga n'unọ Jehofa, ka ndi Kaldea tilisili, kpolu ọna-ọku-fa nine naba Babilon. 18 Ite-ga, na ọseke-ga, na ife idozi-ga ọku, na ọkwa-ga, na ngaji-ga, na ife ọna-ọku nine fa ji eje ozi, fa kpolu fa. 19 Iko-ga, na gbamgbam ọku-ga, na ọkwa-ga, na ite-ga, na ọku-ukpe-ga, na ngaji-ga, na afele-okongwu-ga ; nke bu nke ọna-edo, n'ọna-edo, na nke bu nke ọna-ọca, n'ọna-ọca, ọci-

agha ndi nce afu kpolu fa. 20 Ide nabọ, ofu orimili nnu, na oke efi ọna-ọku ili na ibọa nke di n'okpulu ukwu-ga, nke eze Solomon kpululi maka unọ Jehofa: ọna-ọku eji mebe ife nine ndia adirọ osisi. 21 Ide afu-ga, enu ofu ide bu kubit ili na isatọ; ndili nke kubit ili na ibọa dirubelu ya okilikili; ọgwe-ya di nkpisi-aka inọ: ọnwelu ọghele. 22 Isi ọna-ọku di n'enu-ya; enu ofu isi di kubit ise, na ọlu ife ọkpukpa na pomegranet akparubelu ya okilikili, bú sọ ọna-ọku: ide nke-ibọa nwelu ife yili ife ndia azi, na pomegranet-ga. 23 Ọgu pomegranet inọ na ili na isi di n'akuku-ga; pomegranet fa nca di ọgu ise n'enu ọlu ọkpukpa okilikili. 24 Ọci-agha ndi nce afu wewelu Seraia isi ncu-aja, na Zefanaia onye ncu-aja nke-ibọa, na madu itọ nece ngwe-ọnu-uzọ: 25 owesi n'obodo kpọlu ofu onozi nene ndi agha anya; na ndikom isa nime ndi fulu eze iru, ndi afulu n'obodo; na ọde-akwukwọ nke ọci-agha usu ndi agha, onye nakpọkọba ndi ani afu; na ọgu ndikom itọ ndi ani afu ndi afulu n'etiti obodo. 26 Nebuzaradan ọci-agha wekpọlu fa, kpọtalu eze Babilon na Ribla. 27 Eze Babilon wetigbue fa, gbue azi fa na Ribla n'ani Hemat. Ewedọlu Juda n'agha pua n'ani-ya. 28 Nka bu ndi Nebukadreza dọlu n'agha: n'arọ nke-isa nnu ndi Ju isa na iruli na oru na itọ: 29 n'arọ nke-ilina-isatọ nke Nebukadreza ọdọlu nnu madu nabọ na oru na ili na ibọa n'agha pua na Jerusalem: 30 n'arọ nke-oru-na-itọ nke Nebukadreza Nebuzaradan ọci-agha ndi nce dọlu nnu madu na ọgu ilina-isa na ise n'agha n'etiti ndi-Ju: madu nine di nnu ili-na-ofu na iruli.

31 Oluzia n'arọ nke-oru-na-ili-na-isa adọlu Jehoiakin eze Juda n'agha, n'ọnwa nke-ili-na-ibọ

n'*ubọsi* nke-oru-na-isa n'ọnwa, Ifil-merodak eze Babilon wenita isi Jehoiakin eze Juda, weputa ya n'unọ nga, n'arọ izizi obidolu cibe eze; 32 owegwa ya ezigbo okwu, me ka ukpo-ya kasia ukpo ndi-eze fa na ya nọ na Babilon. 33 Owerughalia afe unọ-nga-ya, olidide nni n'iru ya ubọsi nine nke ndu-ya. 34 Okè *nni* nke ya *bu* okè anenye ya mgbe nca sitena aka eze Babilon, kwada okè *nni* wegenye n'ubọsi ọnwu-ya, ubọsi nine nke ndu-ya.

ABU-AKWA-GA

NKE

JEREMAIA.

1 1 Nekene ka obodo afu, nke juputalu na madu, si nọdu sọsọ ya ofu ?
Nekene ka osi di ka ajadu !
Obodo dili nuku n'etiti mba-ga, *bulu azi* isi n'ani-eze nine,
Nekene ka osi bulu onye ọtu-utu !
2 Ọnakwa ákwá agadaga n'ucici, anya-mili-ya natulesi ya nti;
N'etiti ndi nine fulu ya n'anya ọnwerọ ofu onye efu natasi ya :
Ndi-ọyi-ya nine naghọ ya aghughọ,
Fa nabu ndi-ilo-ya.
3 Juda ejego n'ani madu maka ifi nbuda, na ibu ajọ orù;
Yanwa bi n'etiti mba-ga, ọdafu izulu-ike :
Ndi nine nacu ya kwudolu ya n'ebe di-ga nkpa.

4 Uzọ di-ga na Zaion neru uru, makana madu adabia na nzukọ ;
Ọnu-uzọ-ilo-ya nine bu nkpọnkpọ, ndi-ncuaja-ya nasu ude :
Ife nanyigbu umu-agbọ-ya, ya n'onweya nọ n'ife inu.
5 Ndi nemedide ya abulugo isi, ọnagalu ndi-ilo-ya ;
Makana Jehofa emego ka ife nanyigbu ya maka ifi ọtutu njefie-ya :
Umu-aka-ya ka adọlu n'agha n'iru onye nemedide ya.
6 Nmá-ya nine enirisigolu ada Zaion :
Ndi-isi-ya nadi ka okogbo-ga nafurọ nni fa nata,
Fa nagbalu onye nacu fa ọsọ nenwe ike ọbuna.
7 Jerusalem neceta n'ubọsi nbuda-ya na nke nfughali-ya
Ife-usọ-ya nine nke dili sitena ọge gbo :
Mgbe ndi-ya ji wedaba n'aka onye nemedide fa, ma onye ọbuna enyerọlu ya aka,
Ndi nemedide ya fulu ya, fa melu igwusi-ncaya akaje.
8 Jerusalem emego njọ agadaga ; nya ka oji bulu ife lulu inyi :
Ndi nine nasọpulu ya-li neneni ya, makana fa afugo ya ọtọ :
Eye, yanwa nasufu ude, necigha azu.
9 Ilu-alu-ya di n'otogbo-ya, olotarọ ọdi-n'iru-ya ;
Ọweda n'uzọ di itu n'anya ; ọnwerọ onye ntasi :
Ngi Jehofa, ne nbudam ; makana onye ilo emego onweya nuku.
10 Onye nmedide asabasigo aka-ya n'enu ife-usọ-ya nine :

Digitized by Google

Makana ọfugolu na mba-ga abago n'ebe nsọ ya,
Bu nke Itili n'iwu ka fa ghalu iba na nzukọ-I.
11 Ndi-ya nine nasu ude, fa nacọ nni;
Fa ewelugo ife-usọ-fa *nine* nye maka nni iji wetunye ndu na nkpulu-obi:
Ne, Jehofa, ka Ifuwa; makana abulum ife neloro elo.
12 Ọbu unu ife nkiti, unu nine ndi naga ka?
Nenu, ka unu fu ma ọnwelu ife nwute dika ife-nwutem, nke emelum,
Nke Jehofa ji eme ka ọnyigbuem n'ubọsi iwe-Ya di ọku.
13 N'enu ka Osi wezita ọku n'ọkpukpum, ọlecasia fa:
Ọgbagolu ukwum ọnya, Ọcucighagom;
Ọmegom nkpọnkpọ *me* ka aru nanwum ogonogo ubọsi nine.
14 Ukpako-onu-ọlu nke njefiem ka aka-Ya fiekọlụ;
Akpakọlu fa ọnu, fa arọgotago n'onum;
Ọmego ka ikem sọ ngọngọ:
Dinwenu-ayi aralugom nye n'aka-fa, ndi mmanenwe ike ikwulu medide.
15 Dinwenu-ayi emego ndi-dikem nine n'etitim ka fa bulu ife neloro elo;
Ọkpọgo nzukọ imedidem igweli umu-ikolọbiam:
Dinwenu-ayi azọtọgo nwa-agbọ nemeluro emelu *bú* ada Juda dika ebe anazọca manya *fain.*
16 Maka ifi ife ndia ka munwa ji ákwá; anyam, anyam neruda mili;

Digitized by Google

Makana onye ntasi nke akatunye ndu na nkpulu-obim nọtelum aka:
Umum nọ nkpọnkpọ, makana onye-ilo akagom ike.
17 Zaion gbasili aka-ya; ọnwerọ onye ọbuna itasi ya obi;
Jehofa etigo iwu maka Jekob, na ndi nọrubelu ya gemedide ya:
Jerusalem kwu n'etiti fa ka ife lulu inyi.
18 Jehofa bu onye ezi omume; makana anupugom isi n'okpulu *okwu* ọnu-Ya:
Nulunu, ayọm unu, unu ndi nine, funu ife-nwutem:
Adọlugo umu-agbọm na umu-ikolọbiam n'agha.
19 Akpọkulum ndi fulum n'anya, *ma* fanwa lafulum:
Ndi-ncu-ajam na ndi-ikenyem kubelu n' obodo,
Ebe fa nacọlu onwefa nni iji wetunye ndu na nkpulu-obi-fa.
20 Ne, Jehofa; makana anọm na nkpa; afọm nalum;
Obim nekwoghali nimem; makana anupulum isi agadaga:
Nmà nanapu *ayi umu* n'ilo, ife dika ọnwu di n'unọ.
21 Fa anugo na munwa nasu ude; ọnwerọ onye gatasim obi;
Ndi-ilom nine anucasigo maka afufum; fa negoli na Nginwa melu ya:
Igeweta ubọsi nke Ikwusagolu, fa gadi azi kam.
22 Ka ajọ ife-fa nine bia n'iru I;

Digitized by Google

Me fa, ka Isi wemem maka njefiem nine:
Makana udem erikazi, aru nanwu obim.

2 1 Nekene ka Dinwenu-ayi si welu ulukpu kpudo ada Zaion n'iwe-Ya!
Osi n'enu-igwe weturapu n'ani nmá Israel,
Ọcetarọzi odide izọkwasi ukwu Ya n'ubọsi iwe-Ya.
2 Dinwenu-ayi enocasigo ebe obi nine nke Jekob, Ọmerọlu *fa* ebele;
Oji ọnuma-Ya wetikpọpu iga nke ada Juda;
Otikpọdalugo fa ani:
Ọmetọgo ani-eze na ndi-isi-ya.
3 Ọwelugo iwe-Ya di ọku bepu mpi Israel nine;
Ọsecighago aka-nni-Ya azu n'iru onye ilo:
Ọgbago Jekob ka ọku nenwu enwu, nke nele okilikili.
4 Ọkwabago uta-Ya ka onye ilo, Ọwelugo aka-nni-Ya wekwulu ka onye nmedide,
Gbusisia ndi nine malu nmá anya:
Oruwusalu ọnuma-Ya ka ọku n'enu ikwu ada Zaion.
5 Dinwenu-ayi nadi ka onye ilo, Onogo Israel;
Onocasigo nuku unọ-ya-ga, Obibisigo iga-Ya-ga:
Ọmego ka izu-ume na isu-ude bawanye n'ada Juda.
6 Ọkwakọlugo ikwu-Ya, dika *agasi na ọdi* n'ugbo;
Obibisigo ebe-nzukọ-Ya:
Jehofa emego ka elozọsia nzukọ na mbọsi sabat na Zaion,
Oji ọnuma iwe-Ya wenenisia ka eze ka onye ncu-aja.

Digitized by Google

7 Dinwenu-ayi ajugo ebe-icu-aja-Ya, izize ebe
nsọ Ya emego Ya,
Ọranyego aja-odido nuku unọ-ya-ga n'aka
onye ilo:
Fa akpọtugo nkpọtu n'unọ Jehofa, dika
n'ubọsi nzukọ.
8 Jehofa ezubego ibibi aja-odido ada Zaion;
Ọdọtigo udọ, Ọsepunurọ aka-Ya n'onuno:
Ma Ọmego ka iga na aja-odido nabu abù
ákwá; fa natakọ aru n'ofu.
9 Ọnu-uzọ-ilo-ya zuba-ga-lu n'ani; Ọmego ka
nga-ya na n'iyi tibesia azi fa:
Eze-ya na ndi-isi-ya nanọ n'etiti mba-ga ebe
iwu nadirọ;
Eye, ndi-amuma-ya adafuzi ọfù sitena aka
Jehofa.
10 Ndi-ikenye nke ada Zaion nọ n'ani, fa delu
du;
Fa ekpowusago uzuzu n'isi-fa; fạ ejelugo
akwa uju:
Umu-agbọ Jerusalem nerunata isi-fa n'ani.
11 Anya-mili emego ka anyam da ugbò, afọ
nalum,
Erusalu umejum n'ani, maka ifi ngbọwa nke
ada ndi nkem;
Makana ufu nekpu umu-aka na ndi nala ala
n'ilo-ga nke obodo.
12 Fa nasi nne-fa, Kedu ọka na manya *fain?*
Ebe ufu nekpu fa ka ndi emelulu aru n'ilo-ga
nke obodo,
Ebe ndu-fa nekube n'obi nne-fa.
13 Kedu ife mgeji gbalu i ama? gini ka mgeji
tunyelu i, ngi ada Jerusalem?
Gini ka mgeme ka ngi na ya ralu nranya, ka

mwetasie i obi, ngi nwa-agbọ nemeluro emelu *bú* ada Zaion ?
Makana ngbọwa-i di ka orimili nnu na nuku : onye gazọ i ?
14 Ndi-amuma-i afutagolu i ọfù asi-ga na nke nsọkwu ;
Fa ekpugherọ ajọ omume-i, iwecigha idọ-n'agha-i :
Ma fa afutagolu i ibu asi-ga na ife nakpata-ga icipu i n'ani madu.
15 Ndi nine naga nakuwusa i aka-fa ;
Fa nama ọsọ neferubelu ada Jerusalem isi, *nasi :*
Ọbu nka bu obodo afu anakpọ Mazulu nmá, Ngoli uwa nine ?
16 Ndi-ilo-i nine neghebesili i ọnu-fa ọghe ;
Fa nama ọsọ nata ikekele eze ; fa nasi, Ayi enogo ya ;
Ezieli tata bu ubọsi ayi natu anya ya ; ayi ekwudogo, ayi afugo *ya.*
17 Jehofa emego ife Ozubelu ;
Ọmezugo okwu-Ya nke Otilili n'iwu n'ọge gbo ;
Otitugo, Ọmerọ ebele :
Ọmego ka onye ilo ṅulia n'isi i,
Obunigo mpi nke ndi nemedide i.
18 Obi-fa kwakulu Dinwenu-ayi :
Ngi aja-odido ada Zaion, ka anya-mili neru ka orimili efifie na ucici ;
Enyekwana onwei izulu-ike ; ka nwa-ntanta anya-i ghalu ikwusi akwusi.
19 Binie, kwaba n'ucici, na nbido nce-ga ;
Ruwusa obi-i ka mili n'iru Dinwenu-ayi :
Cinielu Ya aka-i maka ndu umu-aka-i,
Ndi ufu nekpu n'agu n'ọnu ilo ọbuna.

20 Ne, Ngi Jehofa, ka Ifuwa, onye Imegolu ife
di nọnwọ!
Umu-nwayi geli nkpulu-fa, *bú* umu-aka eku
n'aka ka?
Aganegbu onye ncu-aja na onye-amuma n'ebe
nsọ nke Dinwenu-ayi ka?
21 Nwata na agadi dinasi ani n'ilo-ga;
Umu-agbọm na umu-ikolọbiam dasisili na
nmà:
Igbugo fa n'ubọsi iwe-I; Igbusisigo, *ma* ebele
emerọ I.
22 Ikpọgo, dika n'ubọsi nzukọ, egwum di-ga
n'akuku nine,
Ọnwerọ onye ọbuna gbapulunu ma-ọbu
fọdulunu n'ubọsi iwe Jehofa:
Ndi mku zunita azi ka onye-ilom kpocapulu.

3 1 Munwa bu nwoke fugolu nbuda sitena itali
nke ọnuma-Ya.
2 Odubegom me ka mnakpaghali n'ọcici kama
ìfè.
3 N'ezi-okwu mu ka Ọnatukwasi aka-Ya
ugbolo ugbolo ogonogo ubọsi nine.

4 Ulu-arum na akpukpọ-arum ka Ọmego ka
ọka nka; Ọkpajisigo ọkpukpum.
5 Ọlurubegom ònùnù na àkànyà okilikili
imedidem.
6 Ọmego ḳka mbili n'ebe ọcici-ga, dika ndi
nwugoluli anwu gbo.

7 Ọgbarubegom ogige, nyabu na adamapu apu;
Ọmego ka ọgbiligbam di alọ.
8 Eye, mgbe mkwalu ákwá kpọ maka inye-aka,
Ọmecibido ekpelum uzọ.

Digitized by Google

9 Ọwelugo nkpuma awatalu awata wegbacie ọkpu-uzọm-ga, Ọmego ka uzọm gbagọ agbagọ.

10 Yanwa dim ka bea celu anwu, dika agaba nọ n'ebe di nzuzo.
11 Ọmego ka mjefie n'uzọm-ga, dọlisiem; Ọmegom nkpọnkpọ ife.
12 Ọkwadogo uta-Ya, wubem ka mbulu ibe nke ufele.

13 Ọmego ka ufele di-ga n'akpa ufele-Ya basia n'akulum.
14 Abulum ndi nkem nine ife akaje; na ife fa ji bu abù ogonogo ubọsi nine.
15 Ọmego ka ife nenu inu jum afọ, Ọmego ka mlajue wọmwud afọ.

16 Ọwelugo umu iyi kpajisiem ezé, Ọtulugom na ntu ọku.
17 Ikwatego obim aka n'ebe ndokwa di; ecezọlum ezi ife.
18 Mwesi, Ikem anago n'iyi, atumanyam azi n'ebe Jehofa nọ.

19 Ceta nbudam na nfughalim, wọmwud na ònùnù.
20 Nkpulu-obim necetalili fa, nerulu nimem.
21 Nka ka mlocighalu n'obim, nya ka mji atu anya.

22 Afọ-ọma Jehofa melu ka aghalu ime ka ayi gwusia, makana ebele-Ya akwusiro.

Digitized by Google

23 *Fa nadi* ọfu kwa ututu; ikwesi-ncekwube-I di nuku.
24 Jehofa bu òkè nkem, ka nkpulu-obim kwulu; nya ka mgeji tu anya Ya.

25 Jehofa di nma n'ebe ndi nege Ya nọ, na ebe nkpulu-obi nacọ Ya nọ azi.
26 Ọdi nma ka madu tuba anya welu azi nwayọ nege nzọputa Jehofa.
27 Ọdili madu nma inyalu ukpako-onu-ọlu ka ọdi na nwata.

28 Ka sọ ya nọdu kpucita azi ọnu, makana Ọtukwasili ya n'onu-ya.
29 Ka oninye ọnu-ya n'uzuzu; ikezi ka ncekwu-be di.
30 Ka ọranyelu onye neti ya ntì-ya; ka nkpali ju ya afọ.

31 Makana Dinwenu-ayi amaju ebe-ebe.
32 Makana ọbulugodu na Ọneme ka ife nanyigbu, ma Ọgeme ebele ka afọ-ọma-Ya si rika nne.
33 Makana Odesi n'obi-Ya ebuda, me ka ife nyigbue umu madu.

34 Izọli ndi nga nine nke uwa n'okpulu ukwu,
35 Irughali ikpe madu n'iru Onye Kasi Enu,
36 Ime madu ka okwu ikpe-ya gbagọ, adasọ Dinwenu-ayi.

37 Onye bu onye nekwu, ọme azi, ma ọbuluna Dinwenu-ayi etirọ iwu?
38 Ajọ ife na ezi ife adesi n'ọnu Onye Kasi Enu aputa ka?

Digitized by Google

39 Gini melu onye di ndu ji atamu ntamu, *bú* madu nke nọ na njọ-ya-ga ?

40 Ka ayi nyoca nwa azi uzọ-ayi-ga, cighakute Jehofa.
41 Ka ayi bunitalu Cuku obi-ayi nyelu aka-ayi nabọ n'enu-igwe-ga.
42 Ayinwa ejefiego nupu isi ; Nginwa agbaghaluro.

43 Ikpucitago *Onwei* n'iwe wecuba ayi ; Igbugo Imerọ ebele.
44 Iji ulukpu wekpudo Onwei, ka ekpelu-*ayi* weghalu igawaganu.
45 Imego ka ayi di *ka* ife azapulu azapu na nke ajulu aju n'etiti ndi *nine n'uwa*,

46 Ndi-ilo-ayi nine ghebesili ayi ọnu-fa ọghe.
47 Egwù na ónùnù adakwasigo ayi, nkpọtu na ntikpọ.
48 Anyam neruda anya-mili dika orimili, maka ifi ntikpọ ada ndi nkem.

49 Anyam neruda, ghalu idelu du, enwe nkwusi,
50 Genye na mgbe Jehofa ji nedata anya, si n'enu-igwe fu.
51 Anyam nemetuta nkpulu-obim, maka ifi ada nine nke obodom.

52 Ndi bu ndi-ilom na nkiti cusilim ike ka nnunu.
53 Fa ebepugo ndum nime ónùnù, welu nkpuma kpọledom.
54 Mili neru-ga n'enu isim ; mwesi, Ebepugom.

Digitized by Google

55 Esim n'ani ónùnù wekpọkue afa-I, Jehofa.
56 Inulu onum; ezobekwana nti-I n'ume mneku, n' ákwá mnakwa.
57 Ikpudebelu nso n'ubọsi mkpọkulu I: Isili, Atuna egwu.

58 Ngi Dinwenu-ayi, Ikwugo ọnu nkpulu-obim; Igbaputago ndum.
59 Ngi Jehofa, Ifugo ajọ ife emelum; kpe ikpem.
60 Ifucasigo ọbọ̀-fa nine na ife nine fa zubelu imedidem.

61 Inugo nkpali-fa, Ngi Jehofa, na ife nine fa zubelu imedidem;
62 Egbugbele-ọnu nke ndi binili imedidem, na ilolo fa nelo imedidem ogonogo ubọsi nine.
63 Nekene inọdu-ani-fa, na nbini-fa; munwa bu abù-fa.

64 Ngi, Jehofa, gakwu fa ugwọ, ka ọlu aka-fa si di-ga.
65 Igenye fa ìsì obi, *bú* nkọca-I n'isi-fa.
66 Igeji iwe cusa fa ọsọ, bibisia fa n'okpulu enu-igwe-ga nke Jehofa.

4 1 Nekene ka ọna-edo si eji nji! *nekene* ka ọna-edo makalisili na nma si rughalia!
Nkpuma-ga nke ebe nsọ ka atusasili n'ọnu ilo ọbuna.
2 Umu Zaion di oke ọnu, nke ageji tunyelu ọmalica ọna-edo,
Nekene ka esi agunye fa n' ite ulọ, ọlu aka ọkpu-ite!

Digitized by Google

3 Ọbunadu nkita ọfia neseputa ala, fa nenye
umu-fa ala:
Afọ jọlu ada ndi nkem njọ, dika ọstric bi-
ga n'ọfia kwu nkiti.
4 Ile nwa nala ala nyakudolu n'enu ọnu-ya
maka ifi akpili ikpọnku:
Umu-aka nayọ nni, ma onye ọbuna ekerọlu
fa ya.
5 Ndi neli oke olili di ka nkpọnkpọ ife n'ilo-ga:
Ndi eji ododo wezunite nedina n'ikpo-ntu.
6 Makana ajọ omume ada ndi nkem naka njọ
Sọdom na nuku,
Nke akwatulu dika n'ofu nje, aka ọbuna
adakwasirọzi ya.
7 Ndi-Nazarait-ya kalili sno n'ọca, fa nenwukali
ala *efi* n'unwu,
Akpukpọ-aru-fa nwukalili rubi nme-nme, udi-
fa di ka safaia:
8 Iru-fa nejikali ọcici na nji; adama fa n'ilo-ga:
Akpukpọ-aru-fa takudosili n'ọkpukpu-fa;
ọkpọnwugo, ọnadi ka nku.
9 Ndi eji nmà gbu ka ndi agu gugbulu nmá;
Makana ndia natasi aru, adukasia fa, maka
ifi *ukọ* nkpulu-ga nke ugbo.
10 Aka umu-nwayi di ebele esiligo umu-aka-fa;
Fa bu nni-fa na ntikpọ ada ndi nkem.
11 Jehofa emezugo ọnuma-Ya, Orupugo iwe-Ya
di ọku;
Ọmunyego ọku na Zaion, nke lacapulu ntọ-
ani-ya-ga.
12 Ndi-eze uwa ekwerọ, nke ndi nine bi n'ani
nine nekwe,
Na onye nmedide na onye ilo gabatali n'ọnu-
uzọ-ilo-ga nke Jerusalem.

Digitized by Google

13 *Ọbu* maka ifi njọ ndi-amuma-ya, na ajọ omume ndi-ncu-aja-ya,
Ndi gbafulu ọbala ndi ezi omume n'etiti ya.
14 Fa nasọ ìsì ka ndi ìsì n'ilo-ga, fa ewelugo ọbala melusia onwefa,
Nyabuna madu apurọ imetu afe-fa aka.
15 Nirinu, fa nakpọku fa, Ife lulu alu! nirinu, nirinu, emetukwananu aka:
Eye, fa gbanabalu nasọ ìsì, madu nekwu n'etiti mba-ga, Fa amanọzi *n'ebe a* ọzọ dika ọbia.
16 Iru Jehofa ekerago fa; Ọmagbanyenata fa ọzọ:
Fa adasọlu ndi ncu-aja anya, fa enwerọ iruọma n'ebe ndi-ikenye nọ.
17 Anya-ayi nadalili ugbò *n'itu anya* inye-aka nkiti ayi:
N'ocice-ayi ayi ecego mba manazọputa.
18 Fa nacu nta ama-ukwu-ayi, nyabu na ayi apurọ ikpaghali n'ilo-ayi-ga:
Isi-njedebe-ayi adigo nso, ubọsi-ayi ezugo; makana isi-njedebe-ayi abiago.
19 Ndi nacu ayi ọsọ kalili ugo nke enu-igwe n'itu-nkọ:
Fa culu ayi n'enu-ugwu-ga, fa celu ayi anwu n'ọfia kwu nkiti.
20 Ume nke imi-ayi, *bú* onye Jehofa telu ude, ka anwudelu n'ónùnù-fa-ga;
Onye ayi ṣili, Na ndo-ya ka ayi gebi n'etiti mba nine.
21 Golibe ṅuliba, ngi, ada Idom, nke bi n'ani Uz:
Iko gagafe azi lue i aru; iganatu manya, gbaba onwei ọtọ.
22 Ajọ omume-i agwusigo, ngi ada Zaion;
Ọmadọnuzi i n'agha ọzọ:

Digitized by Google

Ọgeneta ajọ omume-i, ngi ada Idom;
Ọgekpughepu njọ-i-ga.

5 1 Jehofa, ceta ife dakwasili ayi:
Ne, ka Ifu nkpali-ayi.
2 Ùkwù-ayi nadanyelu ndi-ọbia,
Unọ-ayi *danyelu* ndi ani madu.
3 Ayi bu umu-mgbeyi na ndi nenwerọ nna,
Nne-ayi di-ga ka ndi-ajadu.
4 Ayi ewelugo ego la mili-ayi;
Anelebe ayi nku-ayi elebe.
5 Ndi nacu ayi namakwasi ayi n'onu:
Ike gwucasili ayi, ayi enwerọ izulu-ike.
6 Ayi ewelugo aka nye ndi Ijipt,
Na ndi Asiria, ka nni wejugo ayi afọ.
7 Nna-ayi-fà megolu njọ, fa anọrọzi;
Ayinwa ebulugo ajọ omume-fa-ga.
8 Ìrù naci ayi:
Ọnwerọ ofu onye efu ganaputa ayi n'aka-fa.
9 Ayi ji nọ ize-ndu enwe ife-olili-ayi
Maka ifi nmà nke ọfia kwu nkiti.
10 Akpukpọ-aru-ayi di ọku dika ife eji esi ite
Sitena ọcica ọku nke ugani.
11 Fa budalu umu-nwayi di na Zaion.
Na umu-agbọ di n'obodo nke di-ga na Juda.
12 Ekobelu ndi-isi n'aka-fa:
Asọpurọlu iru ndi-ikenye.
13 Umu-ikolọbia bu ígú,
Umu-aka naso ngọngọ n'okpulu nku.
14 Ndi-ikenye akwusigo *ino* n'ọnu-uzọ-ilo,
Umu-ikolọbia kwusi ikpọ ubọ.
15 Ngoli obi-ayi akwusigo;
Egwú-ayi nerughalili bulu ákwá.
16 Okpu eze esigo n'isi-ayi da:

Digitized by Google

Afufu nadili ayi! makana ayi emego njọ.
17 Nya kpatalu aru ji anwu obi-ayi;
Maka ifi ife ndia anya-ayi nagba ọcici;
18 Maka ifi ugwu Zaion, nke bu nkpọnkpọ ebe;
Nkita ọfia nakpaghali n'enu ya.
19 Nginwa, Jehofa, nọkwasi *ka eze* ebe-ebe;
Ukpo-I bu sitena ndudugandu genyena ndudugandu.
20 Maka gini ka Iji cezọ ayi ọkpu,
Rapu ayi ogonogo ọge di nọfu?
21 Me ka ayi cighakute I, Ngi Jehofa, ageme azi ka ayi cigha;
Me ka ubọsi-ayi dinwo ọfu dika n'ọge galu aga.
22 Ma Ijusigo ayi nca,
Inewewusa ayi agadaga iwe.

AKWUKWỌ AMUMA

EZIKIEL.

1 1 Oluzia n'arọ nke-oru-na-ili, n'*ọnwa* nke-inọ, n'*ubọsi* nke-ise n'ọnwa, kà munwa nọ n'etiti ndi adọlu n'agha n'ikpele orimili Kiba, na enu-igwe kpughepulu, mwefu ọfù-ga-nke Cuku. 2 *N'ubọsi* nke-ise n'ọnwa, nke bu arọ nke-ise nke adọlu eze Jehoiakin n'agha, 3 okwu Jehofa biakutelu Ezikiel onye ncu-aja, nwa Buzi, ezie, n'ani ndi Kaldea n'ikpele orimili Kiba; aka Jehofa dikwasi n'aru ya n'ebe afu. 4 Mwefu, ne, nuku ifufe si n' Ugwu puta, nuku ulukpu, na ọk negbupu mgbe nca, onwunwu-*ya* nenwurube

okilikili, n'etiti ya, *bú* n'etiti ọku, ka onegbupu dika amba si egbupu. 5 Ife yili ife inọ di ndu wesi n'etiti ya puta. Nka bu udi-fa; fa yili madu. 6 Ebe onye anọna ọnwe iru inọ, ebe onye anọna ọnwe nku inọ. 7 Ukwu-fa bu ukwu kwuga ọtọ; ọbu-ukwu-fa di ka ọbu-ukwu nwa efi: fa negbu malamala dika igbu-malamala nke ọna ericalu erica. 8 Fa nwesia aka madu n'okpulu nku-fa n'akuku inọ fa: fa inọ nwelu iru-fa na nku-fa *nọnwọ;* 9 nku-fa nyakudosili ibe-fa; fa adagha anya n'azu ma fa naga; ebe onye anọna ọnaga n'iru n'iru. 10 Oyiyi iru-fa, fa nwelu iru madu; fa inọ nwe-azi-li iru agaba n'akuku aka-nni; fa inọ nwe-azi-li iru efi n'akuku aka-ekpe; fa inọ nwe-azi-li iru ugo. 11 Iru-fa na nku-fa kewalu ekewa n'enu; *nku* nabọ nke onye ọbuna nyakpadolu ọnu, ibọa kpudolu aru-fa. 12 Ebe onye anọna ọnaga n'iru n'iru: ebe mọ *Cuku* ọ jekọna, fa eje; fa adagha anya n'azu ma fa naga. 13 Oyiyi ife afu-ga di ndu yili, udi-fa di ka opotoọku, dika udi ọka-ọnaya-a'ai afu naga iru na azu n'etiti ife afu-ga di ndu: ọku afu [illegible] nenwu, nime ọku afu ka àmùmà si eseputa. 14 Ife a[illegible]fu di ndu gbalu ọsọ cigha azi dika udi àmùmà ne[illegible]se ese. 15 Ka mnene ife afu-ga di ndu, ne, *wil di* n'ani [illegible] nso ife afu di-ga ndu, ofu wil dili ofu iru. 16 Udi wil afu-ga na ka esi kpua fa di ka ngbupu *nkpuma* beril: fa inọ nwelu ofu oyiyi afu: udi-fa na ka esi kpua fa di ka wil *di* n'etiti wil. 17 Ka fa naga, fa naga n'akuku inọ fa: fa adagha anya n'azu ma fa naga. 18 Ife-di-okilikili-fa, fa di enu di azi egwù; ife-di-okilikili nke fa inọ julu n'anya anya okilikili. 19 Ka ife afu-ga di ndu rabalu, wil afu-ga naga na nso fa: ka ebunili ife

afu-ga di ndu enu n'ani, ebunie azi wil afu-ga enu. 20 Ebe mọ afu ejekọna, fa eje; ebe afu ka mọ afu jekọ: ebuni-azi-li wil afu-ga enu na nkelita iru fa; makana mọ ife afu di ndu di nime wil-ga. 21 Ka ife *inọ* afu-ga naga, *wil* afu-ga anaga; ka ndi afu kwulu, ndia akwulu; ka esi n'ani bunie ndi afu enu, ebunite azi wil afu-ga na nkelita iru fa: makana mọ ife di ndu di nime wil afu-ga. 22 N'enu isi ife afu di ndu ife yili mbala enu-igwe di ya, dika onwunwu kristal di egwu, esetipulu n'isi fa n'enu. 23 N'okpulu mbala enu-igwe afu ka nku-fa kwu-ga ọtọ, ofu ce ibe-ya iru: ebe onye anọna ọnwe *nku* nabọ nke kpudolu *aru-fa* n'akuku a, ebe onye anọna ọnwe *nku* nabọ nke kpudolu aru-fa n'akuku ọzọ. 24 Ka fa naga, mwenu onu nku-fa dika onu nuku mili-ga, dika onu Onye pulu ime ife nine, onu nkpọtu dika onu usu ndi agha: ka fa kwulu, fa rada nku-fa-ga. 25 Ofu onu di n'enu mbala enu-igwe nke di n'enu isi-fa: ka fa kwulu, fa rada nku-fa-ga. 26 Ife yili ukpo di n'enu mbala enu-igwe nke di n'enu isi-fa, dika udi nkpuma safaia: oyiyi dika udi madu di n'enu ife afu yili ukpo. 27 Mwefu *ngbupu* dika amba si egbupu, ife dika udi ọku nime ya okilikili, sitena udi úkwù-ya werọgobe; sitena udi úkwù-ya wegbadata mfu ya dika agasi na ọbu udi ọku, onwunwu-*ya* nenwurube ya okilikili. 28 Dika udi eke-n'ogwulugwu nke di n'igwe oji n'ubọsi mili ozizo, nọfu ka udi onwunwu-ya *nke nwurubelu* okilikili si di. Nka bu udi oyiyi otuto Jehofa. Ka mfulu ya, mdakpudo irum n'ani, mwenu onu ofu onye nekwu okwu.

2 1 Qwesim, Nwa nke madu, kwulu n'ukwu-i, na agamagwa i okwu. 2 Mọ *Cuku* weba

nimem ka Onagwam okwu, wekwubam n'ukwum; mwenu onu Onye nagwam okwu. 3 Owesim, Nwa nke madu, Munwa ezie i jeku umu Israel, bú mba nanupu-ga isi, ndi nupulu isi n'okpulum: fanwa na nna-fa ejefiego medidem, *obunadu* wepu tata. 4 Umu azi abulugo ndi nenwero ifele nwelu obi ike; Munwa ezie i jeku fa: igasi fa, Nonwo ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 5 Fanwa, ma fa ganu, ma fa gaghalu *inunu*, (makana fanwa bu uno inupu isi,) fa gama na amuma adinugoli n'etiti fa. 6 Nginwa, nwa nke madu, atukwanalu fa egwu, nke inatu egwu okwu-fa-ga, obu ezie na ngi na okilika na ogwu bi, nginwa bi azi n'etiti odogwu ozala: atukwana egwu okwu-fa-ga, nke obi nemebi i n'iru-fa, obu ezie na fanwa bu uno nanupu isi. 7 Igagwa fa okwum-ga, ma fa ganu, ma fa gaghalu *inunu*: makana fa ananupu ka isi. 8 Ma nginwa, nwa nke madu, nulu ife Munwa gwalu i; anupukwana isi dika uno afu nanupu isi: sa onu-i, ka ilie ife Munwa genye i. 9 Ka mnelu anya, ne, ofu aka ka esetipulum; ne, ofu akwukwo afukobalu afukoba di ya; 10 owesa ya n'irum: edelu ya iru na azu: edelu abù-akwa-ga, na uru, na afufu, nime

3 ya. 1 Owesim, Nwa nke madu, lie ife ifulu; lie akwukwo nfukoba nka, jebe, gagwa uno Israel okwu. 2 Mwesa onum, omem ka mlie akwukwo nfukoba afu. 3 Owesim, Nwa nke madu, me ka afo-i lie *ife*, welu akwukwo nfukoba nka nke Munwa nyelu i lijue afo-i. Mwelie ya; owedi n'onum dika manu anwu n'uso.

4 Owesim, Nwa nke madu, jebe, ba n'uno Israel, welu okwum gwa fa okwu. 5 Makana ezigaro nginwa jeku madu ndi okwu-fa di omimi na ndi asusu-fa di ntulu, ma obu n'uno Israel;

Digitized by Google

6 ọburọ ijeku imelime ndi *di n'ice n'ice* ndi okwu-fa di omimi, na ndi asusu-fa di ntulu, ndi idanu okwu-fa. Ezie, ọbuluna eziem i jeku fa, fanwa ganu onu-i. 7 Ma unọ Israel amekwe inu onu-i; makana fa amekwe inu onum: makana unọ Israel nine bu ndi nwelu egedege-iru sili ike na obi ike. 8 Ne, emegom iru-i ka osie ike medide iru-fa, na egedege-iru-i ka osie ike medide egedege-iru-fa. 9 Emegom egedege-iru-i ka ọdi ka nkpuma adamant sikalili ọmu n'ike: atukwanalu fa egwu, nke obi nemebi i n'iru-fa, ọbu ezie na fanwa bu unọ nanupu isi. 10 Qwesim, Nwa nke madu, okwum nine nke Mgagwa i nalu fa nime obi-i, nulu na nti-i. 11 Jebe, jeku ndi adọlu n'agha, bu umu ndi-i, gwa fa okwu, si fa, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu; ma fa ganu, ma fa gaghalu inunu.

12 Mọ *Cuku* webuniem enu, mwenu onu nuku nkpọtu n'azum, *si*, Ngọzi dili otuto Jehofa sitena ọnọdu-Ya. 13 *Mwenu* onu nku ife afu-ga di ndu ka fa nemetu ibe-fa, na onu wil di-ga na nkelita iru fa, ọbunadu onu *nke* nuku nkpọtu. 14 Mọ afu webuniem enu, bupum: mwejebe n'inu-obi, n'iwe di ọku nke mọm, aka Jehofa wedakwasisiem ike. 15 Mwebiakute ndi adọlu n'agha bi na Tel-abib, nke bi n'ikpele orimili Kiba, na ebe fa bi; mwenọdu n'ebe afu me ogbi n'etiti fa ubọsi isa.

16 Oluzia n'isi-njedebe ubọsi isa, okwu Jehofa webiakutem, si, 17 Nwa nke madu, emegom i ka ibulu onye nce unọ Israel: nyabu nulu okwu nke si n'ọnum puta, si n'akam dọ fa nti. 18 Mgbe Mgwalu onye ọjọ, Iganwulili; ma idọrọ ya nti, nke inekwu okwu ka iwedọ onye ọjọ nti ka osi

n'ajọ uzọ-ya puta, ka eweme ka ọdi ndu; onye ọjọ afu ganwu n'ajọ omume-ya; ma agamaju ase ọbala-ya n'aka-i. 19 Ma ọbuluna nginwa adọ onye ọjọ nti, ma osirọ n'ife ọjọ ya, ma-ọbu uzọ ọjọ ya, cighata, yanwa ganwu n'ajọ omume-ya; ma nginwa eme ka nkpulu-obi-i di ndu. 20 Ọzọ, mgbe onye ezi omume si n'ezi omume-ya cigha, mebe ifa neloro elo, ewemdebe ife isọ-ngọngọ n'iru ya, yanwa ganwu: makana idọrọ ya nti, ọganwu nime njọ-ya, amelotazi ezi omume nke ọmeluli; ma ọbala-ya ka Mgaju ase ya n'aka-i. 21 Ma ọbuluna nginwa adọ onye ezi omume nti, ka onye ezi omume ghalu ime njọ, onye afu weghalu ime njọ, ọgadilili ndu, makana ọnalu idọ-nti; nginwa emego ka nkpulu-obi-i di ndu.

22 Aka Jehofa wedi n'arum n'ebe afu; Ọwesim, Binie, pua, jebe na mgbulugudu, na agamagwa i okwu n'ebe afu. 23 Mwebinie, pua jebe na mgbulugudu: ne, otuto Jehofa kwu n'ebe afu, dika otuto mfulu n'ikpele orimili Kiba: mwedakpudo irum n'ani. 24 Mọ *Cuku* weba nimem, kwubam n'ukwum; Ọwenagwam okwu, sim, Je, kpacibido onwei n'unọ-i. 25 Ma nginwa, nwa nke madu, ne, fa gatukwasi i agbu n'aru i, fa geji fa wefiedo i, imapu ilo n'etiti fa: 26 agameme azi ka ile-i nyakudo n'enu ọnu-i, ka iwebulu ogbi, ghalu ibuzili fa onye naba nba: makana fanwa bu unọ nanupu isi. 27 Ma mgbe Mgwalu i okwu, agamasa ọnu-i, igasi fa, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Onye nulunu, ka ọnu; onye ghalu *inunu*, ka ọghalu: makana fanwa bu unọ nanupu isi.

4 1 Nginwa azi, nwa nke madu, welu n'onwei ofu tail, togbọ ya n'iru i, se n'enu ya ofu

obodo, *ọbunadu* Jerusalem: 2 nọcibido ya, lua azi unọ agha-ga imedide ya, kponita obo ife imedide ya; nye azi ikwu imedide ya, tinyerube ya ife eji akwatu aja medide ya. 3 Nginwa azi welu n'onwei ofu afele ígwè, kwuba ka aja ígwè n'etiti ngi na obodo: do ya iru, aganọcibido ya, nginwa ganọcibido ya. Nka gabulu unọ Israel ife ama.

4 Nginwa azi welu akuku aka-ekpe i dina ani, tukwasi ya ajọ omume unọ Israel: *etu* ọgu ubọsi *si di* idina n'enu ya, ka igebu ajọ omume-fa. 5 Makana Munwa edogo arọ-ga nke ajọ omume-fa ka fa bulu i ọnu-ọgu ubọsi, *ọbunadu* belu ili na nnu ubọsi-ga: nyabu na igebu ajọ omume unọ Israel. 6 Ọzọ, mgbe imezulu *ubọsi* ndia, igeji akuku aka-nni i wedina ani, bu ajọ omume unọ Juda: ọgu ubọsi nabọ, ofu mbọsi ganọci anya ofu arọ, ka Mkagolu i ya. 7 Igedo iru-i n'ebe nnọcibido Jerusalem di, ghalu igbodo ife n'aka-i; igama amuma medide ya. 8 Ne, atukwasim i agbu, imerughali onwei n'ofu akuku ga n'akuku ọzọ, genye na mgbe imezulu ubọsi nnọcibido-i. 9 Nginwa welu azi n'onwei okili, na ọka, na agwa, na lentil, na iṅari, na spelt, ka itinye fa n'ofu ife, welu ya melu onwei acica; *dika* ọnu-ọgu ubọsi nginwa geji akuku-i wedina ani, *ọbunadu* belu ili na nnu ubọsi, ka igeli ya. 10 Aganesì nni nke igeli esì, oru ṣekel ofu mbọsi: sitena ọge genye n'ọge ka igeli ya. 11 Agesì mili nke igala esì, ofu uzọ n'uzọ hin isi: sitena ọge genye n'ọge ka iganala. 12 Igeli ya dika esi eli acica ọka, n'anya fa ka igeji nsi madu nyulu wesi ya. 13 Jehofa wesi, Ọbunadu nọnwọ ka umu Israel gesi neli acica-fa lulu alu, n'etiti mba-ga ebe Mgacusi fa. 14 Mwesi, A Dinwenum Jehofa! ne, nkpulu-

obim akaluro alu: makana site ka mdi na nwata genye kita elinurọm ife nwulu n'onweya, ma-ọbu ife anu dọlili; nke anu lulu alu nabatanu n'ọnum. 15 Qwesim, Ne, enyegom i nsi efi n'ọnọdu nsi madu, igesi acica-i n'enu ya. 16 Qwesim, Nwa nke madu, ne, agamakpaji ọkpọsi *bú* acica na Jerusalem: fa ganeli nni n'òsìsì, na ncekasi; fa gala mili n'òsìsì, na iti-nkpu: 17 ka acica na mili weko fa, ka fa weneti nkpu ibe-fa, nata aru n'ajọ omume-fa.

5 1 Nginwa, nwa nke madu, welu n'onwei nmà-agha di nko, *dika* aguba ọkọ-isi ka igewelu n'onwei, igeme ya ka ọkọ isi-i na afu-ọnu-i: welu azi n'onwei ife òsìsì, weke *ntutu* afu. 2 Ofu uzọ n'uzọ itọ ka igesule n'ọku n'etiti obodo, mgbe emezusili ubọsi nnọcibido; igewelu ofu uzọ n'uzọ itọ, welu nmà tirube ya okilikili; ofu uzọ n'uzọ itọ ka igagbasalu ifufe, agamamiputa nmà wesobe fa. 3 Igewelu nime fa onenone n'ọnu-ọgu, fiedo fa na nti afe-i. 4 Ozọ igewelu azi nime fa ọnwọ, tunye fa n'etiti ọku, sule fa n'ọku; nime fa ka ọku gesi pu ba n'unọ Israel nine.

5 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Nka bu Jerusalem: edebegom ya n'etiti mba-ga, ani dirube-ga-lu ya okilikili. 6 Ọnupulu isi n'okpulu ikpem-ga n'ime ife ọjọ kalisia mba-ga, na *inupu isi* n'okpulu ukpulum-ga kalia ani dirube-ga-lu ya okilikili: makana fa ajugo ikpem-ga, ukpulum-ga, fa adakpaghali nime fa. 7 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Makana unu nakpọ aghala kalisia mba dirube-ga-lu unu okilikili, unu adakpaghali n'ukpulum-ga, nke unu nedebe ikpem-ga, nke unu neme ka ikpe mba dirube-ga-lu unu okilikili si di-ga; 8 nya ka Dinwenu-ayi Jehofa

ji kwue nọnwọ, si: Ne, Mu, ọbunadu Munwa, anamemedide i; agamekpe ikpe n'etiti i n'anya mba-ga. 9 Agameme azi nime i ife Mnemenurọ, na ife Mmaneme ife yili ya ọzọ, maka ifi ife-alu-i nine. 10 Nya ka ndi bu nna geji li umu-fa n'etiti i, umu geli azi nna-fa; agamekpe azi ikpega nime i, ndi nine gbọputalu nime i ka Mgagbasalu ifufe nine. 11 Maka ifi ya, etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, ezie, makana iji ife-izize-i nine, na ife-alu-i nine, wemelu ebensọm, nya ka Munwa azi geji wepu anyam ka ọghalu irapunu, Munwa azi ameme ebele. 12 Ofu uzọ n'uzọ itọ i ganwu n'ajọ ọya, ugani ka ageji kpocapu fa n'etiti i; ofu uzọ n'uzọ itọ gada n'okilikili i sitena nmà; ofu uzọ n'uzọ itọ ka Mgagbasalu ifufe nine, agamami nmà weso fa. 13 Nọnwọ ka iwem gesi wemezu, afọ gejugodu ọnumam n'ebe fa nọ, agatasim obi: fa gama azi na Munwa Jehofa ji ekwolom wekwu okwu, mgbe Mji mezu ọnumam n'aru fa. 14 Agameme azi ka ibulu ebe kponcala na ife nkpali, n'etiti mba dirube-ga-lu i okilikili, n'anya ndi nine nagafe n'uzọ. 15 Ọgabu azi ife nkpali na ife nkpọli, na ife idọ-nti na ife itu-n'anya, n'ebe mba ndi birubelu i okilikili nọ, mgbe Mgeji kpe ikpe nime i n'iwe na ọnuma, na iji ọnuma weba nba: Munwa Jehofa ekwugo: 16 mgbe Mji zitalu fa ajọ ufele bu-ga ugani, nke geweta nbibi, nke Mgezi gebibie unu; agametiwanye azi n'isi-unu ugani, kpajie ọkpọsiunu bú acica; 17 agamezikwasi unu ugani na ajọ anu-ga, fa ganapu i; ajọ ọya na ọbala gagafe i; agameweta nmà n'isi i: Munwa Jehofa ekwugo.

6 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, do iru-i n'ugwu-ga nke Israel, malu fa

amuma, 3 si, Unu ugwu Israel, nulunu okwu Dinwenu-ayi Jehofa: Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa gwalu ugwu na ngongo-ga, na uzọ mili na mbulugudu-ga: Ne, Mu, *ọbunadu* Munwa, geweta nmà n'isi unu, tíkpọ ebe unu di-ga enu. 4 Ebe-icu-aja-unu gabu-ga nkpọnkpọ ebe, alusi anya-anwu unu-ga ka agetiji: agamatura ndi-unu egbulu egbu n'iru alusi-unu-ga. 5 Ozu umu Israel ka Mgadọba n'iru alusi-fa-ga; agamatusasi ọkpukpu-unu okilikili ebe-icu-aja-unu-ga. 6 N'ebe nine unu bi obodò gatọgbọlu nkiti, ebe di-ga enu gabu nkpọnkpọ ebe; ka ebe-icu-aja-unu wetọgbọlu nkiti bulu nkpọnkpọ ebe, etijie alusi-unu-ga fa akwụsi, egbutue alusi-anya-anwu-unu n'ani, kpocapu ọlu-unu-ga. 7 Ndi egbulu egbu gada n'etiti unu, unu gama azi na Munwa bu Jehofa. 8 Ma aga-marapu ndi fọdulunu, makana unu genwe ọnwọ ndi gagbapulu nmà n'etiti mba-ga, mgbe unu gagbasa n'ani *nine*. 9 Ndi-unu gbapulunu gelotam n'etiti mba-ga ebe adọna fa n'agha, ka esi tilim sitena obi-iyi-ọyi-fa, nke sigolu n'arum pua, na sitena anya-fa, nke nayiso alusi-fa-ga ọyi: fa geme izize onwefa n'iru fa maka ajọ ife fa melu n'ife-alu-fa nine. 10 Fa gama azi na Munwa bu Jehofa: Ekwurọm na nkiti na agameme fa ajọ ife nka.

11 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Welu aka-i tie, welu azi ukwu-i zọdo, si, Éwù! maka ajọ ife alu nine nke unọ Israel: makana fa gada na nmà, na ugani, na ajọ ọya. 12 Onye nọtelu aka ganwu n'ajọ ọya; onye nọ nso gada na nmà; onye gbọputalu anọcibidolu ya ganwu n'ugani: nọnwọ ka Mgesi mezu ọnumam n'isi fa. 13 Unu gama azi na Munwa bu Jehofa, mgbe ndi-

Digitized by Google

fa egbulu egbu gadi n'etiti alusi-fa-ga n'okilikili ebe-icu-aja-fa-ga, n'enu ngongo nine di enu, n'enu ugwu nine, na okpulu osisi ndu nine, na okpulu terebint nine gbacili agbaci, n'ebe fa nesulelu alusi-fa nine ife ísì uso. 14 Agamesetipu akam n'aru fa, me ani ka obulu nkponkpo ebe na ebe di kponcala, sitena ofia kwu nkiti n'akuku Dibla, n'ebe nine fa bi: fa gama azi na Munwa bu Jehofa.

7 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nginwa, nwa nke madu, nonwo ka Dinwenu-unu Jehofa gwalu ani Israel, Isi-njedebe: isi-njedebe abiakwasi nkuku ino nke ani afu. 3 Kita isi-njedebe abiakwasi i, agamezita iwem n'isi-i, kpe azi i ka uzo-i si di-ga; agameweta ife-alu-i nine n'isi-i. 4 Anyam amarapu i, nke Mneme ebele: ma agameweta uzo-i-ga n'isi-i, ife-alu-i-ga gadi n'etiti i: unu gama azi na Munwa bu Jehofa.

5 Nonwo ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ajo ife, soso ofu ajo ife; ne, obiana. 6 Isi-njedebe abia, isi-njedebe afu abia, otetago medide i; ne, obiana. 7 Nuku afufu-i abiakutego i, ngi onye bi n'ani afu: oge abia, ubosi afu di nso; *ubosi* uzu, ma oburo *nke* nkpu anuli, n'enu ugwu-ga. 8 Kita ka Mgerukwasi onumam n'aru i n'isi nso, mezu iwem medide i, kpe azi i ka uzo-i si di-ga; agamewetalu i ife-alu-i nine. 9 Anyam amarapu, nke Mneme ebele: agamewetalu i ka uzo-i si di-ga, ife-alu-i gadi-ga azi n'etiti i; unu gama na Munwa Jehofa neti ife. 10 Ne, ubosi afu, ne, obiana: nuku afufu-i aputago ife; itali agbowago ototo, ngala amago ifulu. 11 Ife-ike esonitago n'itali nke ife ojo; ofu efu nime fa amafodu, nke ofu efu n'ìgwè-fa gafodu, nke àkù-fa gafodu: nke okika

Digitized by Google

nadi n'etiti fa. 12 Ọge afu abiago, ubọsi afu nakpudebe nso: ka onye nego ghalu inulikwọ, ka onye nele ele ghalu iru uru: makana ọnuma di n'isi ìgwè nine di ya. 13 Makana onye nele ife amecighakute ife elelu, ọbu ezie na ndu-fa dilili n'etiti ndi di ndu: makana ọfù afu dili ìgwè madu nine di ya, ofu efu amecigha; nke onye ọbuna nagba onweya ume n'ajọ omume nke ndu-ya. 14 Fa egbugo opi, kwadebesia ife nine; ma ọnwerọ onye jelu agha: makana ọnumam di n'aru ìgwè madu di ya. 15 Nmà di n'ilo, ajọ ọya na ugani *di* n'unọ: onye nọ n'ọfia ganwu na nmà; onye nọ n'obodo, ugani na ajọ ọya gelicapu ya. 16 Ma ndi-fa gbapulu agbapu gagbapu, fa ganọ n'enu ugwu-ga dika nduli-ga nke mgbulugudu, fa nine nasu ude, ebe onye anọna n'ajọ omume-ya. 17 Aka nine akupucasia fa, nkpili-ukwu nine gabu sọ mili mili. 18 Fa gejelu azi akwa uju, nkuja gekpudo fa; ifele geme iru nine, fa nine genwe isi nkpoca. 19 Fa gerufu ọna-ọca-fa n'iloga, ọna-edo-fa gadi ka ife lulu alu; ọna-ọca-fa na ọna-edo-fa amenwe ike inaputa fa n'ubọsi ọnuma Jehofa; fa ameme ka afọ ju nkpulu-obi-fa, nke fa neme ka afọ-fa ju: makana ọbulugo ife isọ-ngọngọ nke ajọ omume-fa. 20 Nmá nke ife-ekike-fa, fa rughalili ya na ngala: fa wewelu ya kpua alusi-ga nke ife-alu-fa *na* ife-fa neme-ga izize: nya ka Mji melu fa ya ka ọdi ka ife lulu alu. 21 Agamewelu ya nye n'aka ndi-ọbia ka ọbulu ife nkwali, *nye* azi ndi ọjọ nke uwa ka ọbulu ife anutalu n'agha; fa gemetọ ya. 22 Irum azi ka Mgewepulu fa, fa gemetọ *ebe di* nzuzo nkem: ndi npum gaba nime ya, metọ ya. 23 Kpua iyagba: makana ani iuputalu n'ikpe ọbala, obodo afu julu n'ife-ike.

Digitized by Google

24 Nya ka Mgeji me ka ndi jọkalili na mba-ga bia, fa genwe unọ-fa-ga: agameme azi ka ngala ndi di ike kwusi; agemeto ebe di-ga nsọ nke fa. 25 Nkpa abiana; fa gacọ ndokwa, ma ọmadi. 26 Afufu kwulu afufu gabia, na akukọ kwulu akukọ; fa gacọ ọfù onye-amuma; ma iwu gananari onye ncu-aja n'iyi, izu *ananari* ndi-ikenye *n'iyi*. 27 Eze geru uru, onye-isi geyikwasi nkpọ-nkpọ ife, agesogbu aka ndi ani afu: agamemeso fa ka uzọ-fa si di, ka ikpe-fa si di-ga ka Mgesi kpe fa; fa gama azi na Munwa bu Jehofa.

8 1 Oluzia n'arọ nke-isi, *n'ọnwa* nke-isi, n'*ubọsi* nke-ise n' ọnwa, ka munwa nọ ani na bem, ndi-ikenye Juda nọ azi ani n'irum, aka Dinwenu-ayi Jehofa wedakwasim n'ebe afu. 2 Mwefu, ne, oyi-yi dika udi ọku; sitena udi úkwù-ya wegbada, ọku: site azi n' úkwù-ya werọgobe, dika udi ife nenwu enwu, dika onwunwu amba. 3 Qwesetipu ife dika aka *madu*, jidem aka na ntutu isi; mọ *Cuku* webunitam enu n'agbata ani na enu-igwe, Owesi nime ọfù-ga nke Cuku mem ka mbia na Jerusalem, n'uzọ nke ọnu-uzọ-ilo imelìmè *ogige* nke nedo Ugwu iru; ebe ọnọdu alusi ekwolo di, nke nakpasu ikwo-ekwolo. 4 Ne, otuto Cuku nke Israel dili n'ebe afu, dika udi mfulu n'ani ntela. 5 Qwesim, Nwa nke madu, biko, wenie anya-i *ne* n'uzọ Ugwu. Mwewenie anyam *ne* n'uzọ Ugwu, ne, alusi ekwolo a di na nbanye n'akuku Ugwu nke ọnu-uzọ-ilo ebe icu aja. 6 Qwesim, Nwa nke madu, nginwa afugo ife fa neme? *ọbuna* nuku ife-alu-ga unọ Israel neme n'ebe a, ka Mwejetelu ebe nsọm aka? ma igafukwu nuku ife alu ọzọ-ga. 7 Qweme ka mbia n'ọnu-uzọ ogige; mwefu, ne, ofu ọghele di n'aja-odido. 8 Qwesim

Nwa nke madu, biko, gwue n'aja-odido afu : mwe-gwue n'aja-odido afu, ne, ofu ọnu-uzọ. 9 Ọwesim, Ba, ka ifu ajọ ife alu-ga fanwa neme n'ebe a. 10 Mweba fu; ne, eselu onyinyo ife nakpu-ga akpu, na anumanu anasọ nsọ, na alusi nine nke unọ Israel, n'enu aja okilikili. 11 Ọgu madu itọ na ili nime ndi-ikenye nke unọ Israel kwu n'iru fa, n'etiti fa ka ọkwu bú Jeazanaia nwa Ṣefan, ebe onye anọna ojide n'aka-ya ife isule ife ísì usọ nke ya; ísì alulu ife ísì usọ kwugo n'enu. 12 Ọwesim, Nwa nke madu, ifugo ife ndi-ikenye unọ Israel neme n'ọcici, ebe onye anọna n'ime-unọ nke ya eselu onyinyo? makana fa si, Jehofa afurọ ayi; Jehofa arapugo ani. 13 Ọsikwasim azi, Igafukwu nuku ife alu ọzọ-ga fanwa neme. 14 Ọweme ka mbia n'uzọ nke ọnu-uzọ-ilo unọ Jehofa nke di n'akuku Ugwu; ne, n'ebe afu ka umu-nwayi nọ nakwalu Tamuz ákwá. 15 Ọwesim, Ifugo, ngi nwa nke madu? igafukwu nuku ife alu ọzọ-ga ka ndia. 16 Ọweme ka mbata n'imelimè ogige unọ Jehofa, ne, n'ọnu-uzọ unọ nsọ Jehofa, n'agbata ọgwa na ebe icu aja, ka ife dika oru ndikom na ise nọ, gbakute unọ nsọ Jehofa azu, do iru-fa n'akuku iru-anya-anwu; fanwa nesekpulu anya-anwu do n'iru-anya-anwu. 17 Ọwesim, Ifugo, ngi nwa nke madu? Ọbulu unọ Juda ife nfe na fa neme ife alu fa neme n'ebe a? makana fa emego ka ife-ike ju ani, fa wecigha ikpasum iwe: ne, fa tinyelu nga-daba n'imi-fa. 18 Munwa azi geji ọnuma meso fa: anyam amarapu fa, nke Mnemelu fa ebele: ọbulugodu na fa nebecim nti n'onu ike, Mmanu onu-fa.

9 1 Ọwebeciem nti n'onu ike, si, Menu ka ndi naci obodo a kpudebe nso, ebe onye anọna ka

ojide nmà-ya nebibi ife n'aka. 2 Ne, ndikom isi si n'uzọ ọnu-uzọ-ilo nke di n'ugwu puta, nke dolu iru n'Ugwu, ebe onye anọna ojide nmà-ya nke ọgbugbu n'aka-ya; ofu onye n'etiti fa yili afe ọca, ya na mpi ink nke ọde-akwukwọ n'úkwù-ya. Fa weba, kwulu n'usọ ebe icu aja eji ọna-ọku weme. 3 Otuto Cuku nke Israel si na cerub, n'ebe ọdịli *gbo*, rọgo na ngwe-ọnu-uzọ unọ afu: Ọwekpọ nwoke yi afe ọca, nke nwelu mpi ink ọde-akwukwọ n'úkwùya, oku. 4 Jehofa wesi ya, Gafe n'etiti obodo, n'etiti Jerusalem, ka ika ndikom akala n'egedege-iru ndi neze ume nakwa akwa maka ife alu nine nke emelu n'etiti ya. 5 Ndi ọzọ ka ọgwalu na ntim, Solunu ya gafe n'etiti obodo, tigbuenu: ka anya-unu ghalu irapunu, nke unu neme ebele: 6 gbusisianụ nca agadi nwoke, na okolọbia na agbọ, na umu-aka na umu-nwayi: ma akpudebena onye akalu akala afu; bidonu n'ebe nsọm. Fa webido na ndi-ikenye nọ n'iru unọ afu. 7 Ọwesi fa, Meluanu unọ a, menu ka ndi egbulu egbu ju ogigega: puanu. Fa wepua, tigbue nime obodo. 8 Oluzia, ka fa netigbu, ewerapu munwa, mwedakpudo irum n'ani, kpọ, si, A Dinwenum Jehofa! Nginwa gemebisi ndi nine gbọputalu n'Israel n'iruwusa Jerusalem ọnuma-I? 9 Ọwesim, Ajọ omume unọ Israel na Juda erikazi ajọ nne, ani a wejuputa n'ọbala, obodo a julu n'igbagọ *ikpe*: makana fa si, Jehofa arapugo ani a, Jehofa adafu uzọ. 10 Munwa azi, anyam amarapu, nke Mneme ebele, ma agameweta uzọ-fa n'isi-fa. 11 Ne, nwoke afu nke yi afe ọca, nke ji mpi ink n'úkwù-ya, butalu okwu afu, si, Emegom etu Isi tilim n'iwu.

10 1 Mwefu, ne, na mbala enu-igwe nke di n'isi cerubim afu, dika agasi na ọbu nkpuma

safaia ka afulu n'enu fa, dika udi nke oyiyi ofu ukpo. 2 Ọwegwa nwoke yi afe ọca, si, Ba n'etiti *wil* nagarube okilikili, *ọbunadu* n'okpulu cerub afu, si n'etiti cerubim afu kpojue opoto-ọku n'aka-i nabọ, fesa fa n'obodo. Ọweba nime n'anyam. 3 Cerubim wekwulu n'akuku aka-nni nke unọ, mgbe nwoke afu ji ba; ulukpu wejuputa imelịmè ogige. 4 Otuto Jehofa wesi na cerub ligolu enu, *kwulu* n'enu ngwe-ọnu-uzọ unọ; unọ wejuputa n'ulukpu afu, ogige afu wejuputa n'onwunwu otuto Jehofa. 5 Anulu onu nku cerubim *ọbunadu* n'ifè ogige, dika onu Cuku Onye pulu ime ife nine ma Onekwu okwu. 6 Oluzia, ka Otili nwoke yi afe ọca iwu, si, Weputa ọku n'etiti *wil* nagarube okilikili, n'agbata cerubim, ọweba, kwulu n'akuku ofu wil. 7 Cerub afu wesi n'etiti cerubim setipu aka-ya n'ọku nke di n'agbata cerubim, kpolu *ọnwọ*, kponye n'aka nabọ onye yi afe ọca, onye afu kpolu ya weniri. 8 Ife dika aka madu ka afulu nime cerubim n'okpulu nku-fa-ga. 9 Mwefu, ne, wil inọ nọ na nso cerubim, ofu wil nọ na nso ofu cerub, wil ọzọ na nso cerub ọzọ: udi wil-ga di ka onwunwu nkpuma beril. 10 Udi-fa, fa inọ nwelu ofu oyiyi, dika agasi na ofu wil di n'etiti wil ọzọ. 11 Ka fa naga, fa anaga n'akuku inọ fa: fa adagha anya n'azu ka fa naga, ma n'ebe isi dolu iru fa esobe ya; fa adagha anya n'azu ka fa naga. 12 Aru-fa nine, na azu-fa, na aka-fa, na nku-fa, na wil afu-ga, ka anya julu okilikili, *ọbunadu* wil nke fa inọ nwelu. 13 Wil afu-ga, anakpọ fa na ntim, *wil* nagarube okilikili. 14 Ebe onye anọna ọnwe iru inọ: iru izizi bu iru cerub afu, iru nke-ibọa bu iru madu, iru nke-itọ bu iru agaba, iru nke-inọ bu iru ugo. 15 Cerubim weligolu enu:

nke afu bu ife di ndu mfulu n'ikpele orimili Kiba. 16 Ka cerubim afu naga, wil afu-ga naga na nso fa: ka cerubim wenili nku-fa enu isi n'ani ligolu enu, wil afu-ga eripuro na nso fa. 17 Ka fa kwulu, *wil afu-ga* kwulu; ka fa ligobelu enu, *ndia* solu fa ligobe: makana mo ife afu di ndu di nime fa. 18 Otuto Jehofa wesi n'enu ngwe-onu-uzo uno afu pua, wekwulu n'enu cerubim. 19 Cerubim wewenita nku-fa enu, si n'ani ligolu enu n'anyam ka fa napu, na wil afu-ga na nkelita iru fa: fa wekwulu n'uzo nke onu-uzo-ilo iru-anya-anwu nke uno Jehofa; otuto Cuku nke Israel di n'isi-fa n'enu. 20 Nka bu ife di ndu afu mfulu n'okpulu Cuku nke Israel n'ikpele orimili Kiba; mwemalu na fanwa bu cerubim. 21 Ebe onye anona onwe iru ino, ebe onye anona nku ino; ife yili aka madu di n'okpulu nku-fa-ga. 22 Oyiyi iru-fa, fanwa bu iru mfulu n'ikpele orimili Kiba, udi-fa na fa n'onwefa; ebe onye anona onaga n'iru n'iru.

11 1 Mo *Cuku* webuniem enu, weme ka mbia n'onu-uzo-ilo nke iru-anya-anwu nke uno Jehofa, nke dolu iru n'iru-anya-anwu: ne, n'uzo nke onu-uzo-ilo ka oru ndikom na ise no; mwefu n'etiti fa Jeazanaia nwa Azo, na Pelataia nwa Benaia, ndi-isi ndi *Ju.* 2 Owesim, Nwa nke madu, ndia bu ndi nezu ife neloro elo, ndi natu ajo alo n'obodo a: 3 ndi nasi, *Oge* adiro nso ilu-ga uno: *obodo* a bu ite oku, anyinwa bu anu. 4 Nya ka igeji ma amuma medide fa, ma amuma, ngi nwa nke madu. 5 Mo Jehofa wedakwasim, Owesim, Kwue, Nonwo ka Jehofa kwulu: Nonwo ka unu kwugolu ekwu, unu uno Israel; makana Munwa malu ife bialu nime mo-unu. 6 Un'

emego ka ndi-unu egbulu egbu bawanye n'obodo a, unu emego ka ilo-ya *nine* ju na ndi egbulu egbu. 7 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwo, si: Ndi-unu egbulu egbu ndi unu tọgbọsili n'etiti ya, fanwa bu anu afu, *obodo* nka bu ite ọku: ma agewẹputa unu n'etiti ya. 8 Unu atụgo egwu nmà; agamewetalu unu nmà afu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 9 Agamewẹputa unu n'etiti ebe afu, ranye unu n'aka ndi-ọbia, kpe azi unu ikpe. 10 Unu gada na nmà; agamekpe unu n'ókè-ani Israel; unu gama azi na Munwa bu Jehofa. 11 *Obodo* nka amabu ite-ọku-unu, nke ununwa nabu anu di n'etiti ya; agamekpe unu n'ókè-ani Israel; 12 unu gama azi na Munwa bu Jehofa: makana unu adakpaghali n'ukpulum-ga, nke unu nekpe ikpem-ga, ma unu emego ka ikpe mba-ga dirubelu unu okilikili si di-ga. 13 Oluzia, ka mmasili amuma, Pelataia nwa Benaia wenwuru. Mwedakpudo irum n'ani, wekpọ n'onu ike, si, A Dinwenum Jehofa! Nginwa geme ka ndi gbọputalu n'Israel gwusia nca ka?

14 Okwu Jehofa webiakutem, si, 15 Nwa nke madu, umu-nna-i, *ọbunadu* umu-nna-i, ndikom nke ngbaputa-i, na unọ Israel nine, fa nine, *ọbu fa ka* ndi bi na Jerusalem gwalu, si, Jetenu aka n'ebe Jehofa nọ; ọbu ayi ka enyelu ani a ka ayi nwelu: 16 nya ka igeji si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ebe Mwetelu fa aka n'etiti mba-ga, ebe Mcusasi-azi-li fa n'etiti ani-ga, agamabulu fa ebe nsọ azi nwantinti ọge n'ani ebe fa bialu. 17 Nya ka igeji kwu, si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Agamacikọputa unu n'etiti ndi *ọzọ*-ga, kpọkọputa unu n'ani ebe acusa-ra-luli unu, nye unu ani Israel. 18 Fa gabia

n'ebe afu, fa gewepu ife izize nine di ya na ife alu nine di ya n'ebe afu. 19 Agamenye fa ofu obi, tinye azi mọ ọfu nime unu; agamewepu obi nkpuma n'aru-fa, nyè fa obi ulu-aru: 20 ka fa wenakpaghali n'ukpulum-ga, debe ikpem-ga, neme fa: fa gabu ndi nkem, Munwa gabu azi Cuku-fa. 21 Ma ndi obi-fa nejeso obi ife-izize-fa-ga na ife-alu-fa-ga, agameweta uzọ-fa n'isi nkẹ fa, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 22 Cerubim afu wewenie nku-fa enu, wil afu-ga di na nkelita iru fa; otuto cuku nke Israel di n'isi fa n'enu. 23 Otuto Jehofa wesi n'etiti obodo rọgolu enu, kwulu n'enu ugwu di n'akuku iru-anya-anwu nke obodo. 24 Mọ *Cuku* webunitam enu, weme ka mbia n'ọfù afu sitena aka mọ Cuku na Kaldea, n'ebe fa bu ndi adọlu n'agha nọ. Ọfù mfulu wesi n'arum rọgo. 25 Mwegwa ndi adọlu n'agha ife nine Jehofa melu ka mfu.

12 1 Okwu Jehofa biakute-azi-lim, si, 2 Nwa nke madu, nginwa bi n'etiti unọ afu nanupu isi, ndi nwelu anya ifu uzọ, ma fa adafu uzọ, ndi nwelu nti inu ife, ma fa adanu ife; makana fanwa bu unọ nanupu isi. 3 Nyabu, nginwa nwa nke madu, kwadebelu onwei ife iji je ani madu, je ani madu n'efifie n'anya fa; iganiri n'ebe ibi je n'ebe ọzọ n'anya fa: ike na fa gafu na fanwa bu unọ nanupu isi. 4 Igakwaputa ife-i n'efifie n'anya fa, dika ife iji je ani madu: nginwa gapu azi n'anyasi n'anya fa, dika mgbe madu pulu ije ani madu. 5 Gwupue aja-odido n'anya fa, si n'ebe afu bufega. 6 N'anya fa ka igebu ya n'uku-ubu-i, bulu ya n'ucici; igekpuci iru-i, ka ighalu ifu ani: makana edogom i ka ibulu unọ Israel ife arima. 7 Mweme nọfu etu esi tilim n'iwu: mbuputa ifem

n'efifie, dika ife iji je ani madu, n'anyasi mwelu akam gwupue aja-odido; mwewelu ọcici buputa, bulu *ya* n'uku-ubu n'anya-fa. 8 N'ututu okwu Jehofa webiakutem, si, 9 Nwa nke madu, unọ Israel, unọ nanupu isi, fa agwarọ i, si, Gini ka nginwa neme? 10 Si fa, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ibu nka ka ebolu onye-isi nke nọ na Jerusalem, na unọ Israel nine ndi fanwa nọ n'etiti fa. 11 Si, Munwa bu ife-arima-unu: etu msi meli, ọbu nọfu ka ageme fa: fa geje ani madu, agadọlu fa n'agha. 12 Onye-isi di n'etiti fa geji uku-ubu-ya webu ibu n'ucici, pua azi: fa gegwupu aja-odido ka fa wesi n'ebe afu bufe *ibu-fa:* ogekpuci iru-ya, makana yanwa ameji anya wefu ani manca. 13 Ife-ntufim azi ka Mgèji fekwasi ya, ageme ka ọma n'ọnyam: agameme ka ọbia na Babilon n'ani ndi Kaldea; ma ọmafu ya, ọbu ezie na ọganwu n'ebe afu. 14 Agamagbasalu ifufe nine ndi nine dirubelu ya okilikili inyelu ya aka, na usu ndi agha ya nine; agamamiputa nmà weso fa. 15 Fa gama azi na Munwa bu Jehofa, mgbe Mgeji cusa fa n'etiti mba-ga, ghasa fa n'aniga. 16 Ma agamarapu madu onenone nime fa *ka fa pua* na nmà, na ugani, na ajọ ọya; ka fa wekọ ife-alu-fa nine n'etiti mba-ga ebe fa gelu; fa gama azi na Munwa bu Jehofa.

17 Okwu Jehofa webiakutem, si, 18 Nwa nke madu, welu imarube-aru libe nni-i, welu azi imaaru-nni na ncekasi laba mili-i; 19 gwa ndi ani a, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu maka ndi bi na Jerusalem, na ani Israel: Fa geji ncekasi li nni-fa, la azi mili-fa n'itu-n'anya, ka ani-ya webulu nkpọnkpọ ani *ghalu inwe ife ọbuna* n'ife julu ya, maka ife-ike ndi nine bi ya. 20 Obodo anebi

gatọgbọ-ga-lu nkiti, ani afu gabu nkpọnkpọ ani; unu gama azi na Munwa bu Jehofa.

21 Okwu Jehofa webiakutem, si, 22 Nwa nke madu, gini bu inu a nke unu nwelu n'ani Israel, si, Ewetego ubọsi afu-ga aka, ọfù nine nana n'iyi? 23 Nya ka igeji gwa fa, si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Agameme ka inu nka kwusi, fa amatunwozi ya ọzọ n'Israel; ma gwa fa, si, Ubọsi afu-ga atunye n'ukwu, na okwu nke ọfù ọbuna. 24 Makana amafuzi ọfù asi ọzọ nke aneji ifu-ndi-mọ wenekwu ile usọ n'unọ Israel. 25 Makana Munwa bu Jehofa; agamekwu, okwu Mgekwu gele; ọmenwe nkwaci ọzọ: makana n'ubọsi-unu, unu unọ nanupu isi, ka Mgekwu okwu, me ya, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

26 Okwu Jehofa webiakutem, si, 27 Nwa nke madu, ne, ndi unọ Israel si, Ọfù yanwa fulu bu nke imelime ubọsi *gabianu*, yanwa nama amuma nke ọge telu aka. 28 Nya ka igeji si fa, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ọnwerọ okwu nkem genwe nkwaci ọzọ, ma okwu Mgekwu gele, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

13 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, ma amuma medide ndi-amuma Israel ndi namanu, gwa ndi nama amuma si n'obi-fa puta, si, Nulunu okwu Jehofa; 3 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Afufu gadili ndi-amuma nsọkwu, ndi nejeso mọ nke fa, ma fa adafu ife ọbuna! 4 Ngi Israel, ndi-amuma-i adigo ka nkita ọfia n'ebe tọgbọlu nkiti. 5 Unu akarọgorọ n'ebe gbọwalu agbọwa, nke unu nagbalu unọ Israel ogige, ikwulu n'agha n'ubọsi Jehofa. 6 Fa afugoli ọfù asi na ifu-ndi-mọ asi, ndi si, Jehofa kwulu; ma Jehofa eziọ fa: fa atugo anya na okwu

afu gele. 7 Unu afuro ofù asi, unu ekwuro okwu ifu-ndi-mo asi, ebe unu kwulu, si, Jehofa kwulu; ma Munwa ekwuro?

8 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nonwo, si: Makana unu ekwugo ife neloro elo, fu *ofù* asi-ga, nyabu, ne, anamemedide unu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 9 Akam gemedide ndi-amuma nafu ofù asi, ndi nafu azi ndi mo asi: fa amadi n'izu ndi nkem, nke anedenye fa n'akwukwo uno Israel, nke fa naba n'ani Israel; unu gama azi na Munwa bu Dinwenu-unu Jehofa. 10 Makana, obunadu makana fa dufulu ndi nkem, si, Ndokwa; ma ndokwa adiro; mgbe ofu onye dolu aja nadiro ike, ne, fa ete ya nzu: 11 gwa ndi nete ya nzu, na ogada: nuku nsansa mili gezo; unu, nuku aku mili igwe, gada; oke ifufe gagbowa *ya*. 12 Ne, mgbe aja afu dalu, amasi unu, Kedu otite unu telu ya? 13 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nonwo, si; Agamejilili oke ifufe gbowa ya n'onumam; nuku nsansa mili gadi n'iwem, na nuku aku mili igwe n'onuma ikpocapu ya. 14 Nyabu na agametikpo aja unu ji nzu wete, kwatue ya n'ani, ewekpughe nto-ani-ya: ogada, agekpocapu unu n'etiti ya; unu gama azi na Munwa bu Jehofa. 15 Nonwo ka Mgesi mezu onumam n'aja, na ndi nete ya nzu; agamasi unu, Aja afu adirozi, nke ndi telu ya nadi; 16 *nya bu*, ndi-amuma Israel ndi namalu Jerusalem amuma, nke nafu-azi-li ya ofù-ga nke ndokwa, ma ndokwa adiro, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

17 Nginwa, nwa nke madu, do iru-i imedide umu-ada nke ndi-i, nke nama amuma si fa n'obi puta; ma amuma medide fa; 18 si, Nonwo ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Afufu gadili umu-

nwayi ndi nakwanye alozi na nkwonkwo aka nine, nakwalu isi *madu* ka ibu-ya ra icafọ iji cu nta nkpulu-obi! Unu gacu nta nkpulu-obi ndi nkem, nemelu onweunu nkpulu-obi ka fa di ndu? 19 Unu emetọgom n'etiti ndi nkem maka ifi nju-aka-ga nke ọka na umu ikelike acica, igbu nkpulu-obi nke nekwesirọ inwu anwu, na ime nkpulu-obi ka fa di ndu nke nekwesirọ ka fa di ndu, sitena isinyelu ndi nkem bu ndi nanu okwu asi asi. 20 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Ne, aramemedide alozi-unu-ga, nke unu ji acu nta nkpulu-obi n'ebe afu dika umu-nnunu, agamadọwaputa fa n'aka-unu; agamezinaba azi nkpulu-obi afu-ga; *bú* nkpulu-obi ununwa nacu nta fa dika umu-nnunu. 21 Icafọ-unu-ga azi ka mgadọwa, naputa ndi nkem n'aka-unu, fa amadizi n'aka-unu ọzọ ka acuba nta fa; unu gama azi na Munwa bu Jehofa. 22 Makana unu ji asi ewuta obi onye ezi omume, onye Munwa nemerọ ka orue uru; gba azi aka onye ọjọ ume, ka ọghalu isi n'ajọ uzọ-ya cigha, eweme ka ọdi ndu: 23 nya ka unu maneji fu ọfù asi ọzọ, nke unu nafu ndi-mọ: agamanaputa azi ndi nkem n'aka-unu; unu gama azi na Munwa bu Jehofa.

14 1 Ndi-ikenye Israel ufọdu webiakutem, wenọdu n'irum. 2 Okwu Jehofa webiakutem, si, 3 Nwa nke madu, ndikom ndia emego ka alusi-fa rọgota n'obi-fa, tinye ife isọ-ngọngọ nke ajo ọmume-fa n'iru fa: fa gaju ase n'akam nca ka? 4 Nya ka igeji gwa fa, si fa, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Onye ọbuna n'unọ Israel nke melu ka alusi-ya rọgota n'obi-ya, tinye azi ife isọ-ngọngọ *bú* ajọ omume-ya n'iru ya, webiakute amuma; Munwa Jehofa gaza ya nim-

ya etu ọtutu alusi-ya si di; 5 ka Mwenwude unọ Israel n' obi-fa, makana fa nine ekewapugo onwefa n'ebe Mnọ sitena alusi-fa-ga. 6 Nya ka igeji gwa unọ Israel, si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Cighanu, sinu n'alusi-unu-ga cigha; sinu n'ife-alu-unu nine cighalia iru-unu. 7 Makana onye ọbuna n'unọ Israel, ma-ọbu na ndi-ọbia nwulu ula n'Israel, nke kewapulu onweya n'ebe Mnọ, me ka alusi-ya rọgota-ga n'obi-ya, tinye azi ife isọ-ngọngọ *bú* ajọ omume-ya n'iru ya, webiakute amuma iju ase onweya n'akam; Munwa Jehofa gaza ya n'Onwem: 8 agamedo azi irum imedide onye afu, me ya ka ọbulu ife iti-nkpu, na ife arima na inu, agamebepu azi ya n'etiti ndi nkem; unu gama azi na Munwa bu Jehofa. 9 Ọbulu azi na alafue amuma okwue ofu okwu, Munwa Jehofa lafugolu amuma afu, agamesetipu akam n'aru ya, bibie ya n'etiti ndi nkem Israel. 10 Fa gebu azi ajọ omume-fa: ajọ omume nke amuma gadi ọbunadu ka ajọ omume onye naju ase si di; 11 ka unọ Israel ghalu ijefie ọzọ n'isom, ka fa ghalu imelu onwefa ọzọ na njefie-fa nine; ma ka fa webulu ndi nkem, ka Munwa webulu azi Cukufa, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

12 Okwu Jehofa webiakutem, si, 13 Nwa nke madu, mgbe ani melu njọ medidem sitena imefie nmefie, esetipum akam na ya, kpajie ọkpọsiya *lú* nni, zie ugani na ya, bepu madu na anu nime ya; 14 ọbulugodu na ndikom itọ ndia, Noa, na Daniel, na Job, nọ nime ya, fanwa ganaputa sọsọ nkpulu-obi nke fa sitena ezi omume-fa, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 15 Ọbuluna emem ka ajọ anu gafe n'ani, fa wenapu ya, ọwebulu nkpọnkpọ ani, onye ọbuna aghalu igazi ya maka

ifi *ajọ* anu-ga; 16 ọbulugodu na ndikom itọ ndia nọ nime ya, etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, fa amanaputa umu-*fa* ndikom ma-ọbu umu-*fa* umu-nwayi; sọsọ fanwa ka aganaputa, ma ani afu gabulu nkpọnkpọ. 17 Ma-ọbu Mweta nmà n'ani afu, si, Nmà, gafe ani afu; nya bu ka Mwebepu madu na anu nime ya; 18 ọbulugodu na ndikom itọ ndia nọ nime ya, etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, fa amanaputa umu-*fa* ndikom ma-ọbu umu-*fa* umu-nwayi, ma sọsọ fa n'onwefa ka aganaputa. 19 Ma-ọbu *ọbuluna* ezitam ajọ ọya n'ani afu, ewemruwusa ya ọnumam na ya n'ọbala, ka Mwebepu nime ya madu na anu; 20 ọbulugodu na Noa, na Daniel, na Job, nọ nime ya, etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, fa amanaputa umu-*fa* ndikom ma-ọbu umu-*fa* umu-nwayi; fanwa ganaputa sọsọ nkpulu-obi nke fa sitena ezi omume-fa. 21 Makana nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Kezi ka agesi *naputa* ya mgbe Mzitalu ajọ ikpe inọm na Jerusalem, nmà, na ugani, na ajọ anu, na ajọ ọya, ka Mwebepu nime ya madu na anu? 22 Ma, ne, nime ya ka agarapu ndi gbapulu agbapu nke ageme ka fa pua, ka umu ndikom ka umu nwayi: ne, fa gapuku unu, unu gafu uzọ-fa na omume-fa-ga: agatasi unu obi maka ajọ ife Mwetaluli n'isi Jerusalem, *ọbunadu* maka ife nine Mwetalu n'isi ya. 23 Fa gatasi unu obi, mgbe unu fulu uzọ-fa na omume-fa-ga: unu gama azi na emerọm ife nine Mmelu na ya na nkiti, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

15 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, kedu ka osisi fain si kasi osisi nine, ngadaba fain nke di n'etiti osisi di-ga n'ugbo-

ko? 3 Agewelu osisi ọbuna nime ya weluba ọlu ọbuna ka? ma-ọbu madu gewelu nkpukpọ nime ya ikokwasi ife ọbuna n'enu ya ka? 4 Ne, atunyego ya n'ọku ka ọbulu nni-ya: ọku alacapugo isi-ya nabọ, etiti ya elego; ọbalu elele n'ọlu ọbuna ka? 5 Ne, mgbe ozulu ezu, emerọ ya ife iji lu ọlu ọbuna: kezi ka agesi me ya ife ọzọ iji lu ọlu mgbe ọku lacapulu ya, ọlesia? 6 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Dika osisi fain n'etiti osisi di-ga n'ugboko, nke Mnyelu ọku ilinu, nọfu ka Mgesi nye ndi bi na Jerusalem. 7 Agamedo azi irum imedide fa; fa gesi n'ọku puta, ma ọku galacapu fa; unu gama azi na Munwa bu Jehofa, mgbe Mdolu irum imedide fa. 8 Agameme ka ani afu bulu nkpọnkpọ ani, makana fa emefiego nmefie, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

16 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, me ka Jerusalem malu ife-alu-yaga, nasi, 3 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa gwalu Jerusalem: Ebe isi puta na ebe amulu i bu nke ani Kenan; onye-Amorait bu nna-i, nne-i bu onye-Hitait. 4 Ma ọmumu-i, n'ubọsi amulu i eberọ otubo-i ebe, nke anawu i aru ka ewewuca i; eterọ i nnu nca nca, nke anafaba i akwa nca nca. 5 Ọnwerọ onye ọbuna melu i ebele, ka emelu i ofu nime ife ndia, ka fa melu i ebele? ma acupulu i n'ọzala, makana idi izize, n'ubọsi amulu i. 6 Ka Mgalu na nso i, fu i ka anazọtọ i n'ọbala-i, Mwesi i, *Ọbu ezie na inọ* nime ọbala-i, di ndu; eye, asim i, *Ọbu ezie na* inọ nime ọbala-i, di ndu. 7 Emelum i nnu kwulu nnu dika ife pulu epu n'ọzala, iwebawanye bue azi nuku, iwelue n'ima ajọ nmá; kpua azi ala, ntutu-i esogo; ma nginwa gbasili ọtọ nca. 8 Mwega na nso i, fu i, ne, ọge-i bu ọge usọ;

egbobelum i otogbom, wekpudo ọtọ-i: eye, aṅulum i iyi, Mu na i me àgbà, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, iwebulu nkem. 9 Mwewelu mili wua i aru; eye, awucapulum ọbala-i n'aru i, Mwete i ude. 10 Ejim afe eji ṅkà wekpa yibe i, akpukpọ sil ka Myibelu i n'ukwu, cili ọmalica akwa ọca jebe i, gbobe i akwa asili. 11 Acọ-azi-lim i nmá, yibe i ife ekike aka n'aka-i, yibe i iyagba n'onu, 12 Eyibe-azi-lim i ngbaka n'imi-i, na ngbaka nti-ga na nti-i nabọ, na ezigbo okpu-eze n'isi-i. 13 Ejili ọna-ọca na ọna-edo wecọ i nma nọnwọ; afe-oyiyi-i bu nke ọmalica, akwa ọca, na asili, na ife eji ṅkà wekpa: ilili ọmalica utu ọka, na manu anwu, na manu: imagbulu onwei na nmá, iwelue n'ọnọdu eze. 14 Afa-i wusalu na mba-ga maka nmá-i; makana ozulu oke, sitena ọkakam nke Myikwasili i, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

15 Ma icekwubelu nmá-i, iwenayi ọyi maka ifi ezigbo afa-i, nerusa iyi-ọyi-i n'aru onye ọbuna gakọnu; nke ya ka ọbulu. 16 Iwelu azi ọnwọ n'otogbo-i, wemelu onwei ebe di-ga enu eji ife tulu agwa wecọ nmá, nayi ọyi n'enu fa: *etu ife di nọfu* amabia, nke ọnadi nọfu. 17 Iwelu azi ọmalica ife-i-ga eji ọna-edom na ọna-ọcam wekpu, nke Mnyelu i-li, wekpualu onwei onyinye nwoke-ga, iwenayiso fa ọyi; 18 iwelu azi otogbo-i nke eji nkà wekpa, wegbobe fa, iwelu manum na ife ísì usọ nkem debe n'iru fa. 19 Nnim azi nke Mnyelu i, ọmalica utu ọka, na manu, na manu anwu, nke Mji wezu i, idebe-azi-li ya n'iru fa ka ọbulu ife ísì usọ, ọwedi; ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 20 Iwelugo azi umu-i ndikom na umu-i umu-nwayi, ndi imugolum, ndia ka iwelu cualu fa aja ka elicapu fa. 21 Iyi-ọyi-i bu ọbele okwu,

igbugo umum, ralu fa nye, sitena ime fa ka fa si nime *okú* gakulu fa? 22 Nime ife-alu-i nine na iyi-oyi-i ilotaro ubosi idi na nwata, mgbe igbasi oto nca, ewenazoto i n'obala-i. 23 Oluzia ka ajo ife-i nine gasili, (afufu, afufu dili i! ka Dinwenuayi Jehofa kwulu,) 24 iwelualu onwei uno di enu, dozielu onwei ebe di enu n'abu-uzo nine. 25 Ilugo ebe di enu nke i n'onu-ilo nine, me nmá-i ka obulu ife-alu, ghebelu onye obuna gakonu ukwu-i oghe, me ka iyi-oyi-i bawanye. 26 Ngi na ndi Ijipt, *bú* ndi-agbata-obi-i, nwelu ajo ulu-aru, ayikogo azi oyi; imego ka iyi-oyi-i bawanye uba, iji wekpasum iwe. 27 Nyabu ne, esetipugom akam n'aru i, ewebenatagom okè *nni ineli*, ralu i nye n'aka ocico ndi kpolu i asi, umu-ada nke ndi Filistia, ndi ifèle neme maka ajo uzo-i. 28 Ngi na ndi Asiria ayikogo azi oyi, makana ibu onye afo nadeju eju; eye, ngi na fa ayikogo oyi, ma afo ejuro i. 29 Ime-azi-li ka iyi-oyi-i bawanye n'ani Kenan, welue na Kaldea; ma afo ejuro i nime ya. 30 Nekene ka nkpulu-obi-i nesiro di ike, ka Dinwenuayi Jehofa kwulu, ebe ineme ife nine ndia, olu nwayi di ngala nke nayi oyi; 31 makana inalu uno-i di enu n'onu-ilo nine, me ebe di enu nke i n'abu-uzo nine; idiro zi ka onye nayi oyi, makana ineneni ife ayitalu n'oyi. 32 *Nekene* nwunye yili oyi! nke welu ndikom ozo kama di-ya! 33 Fa welu ife onyinye nenye umu-nwayi nine nayi oyi: ma nginwa nenye ndikom nine fulu i n'anya onyinye-i-ga, nego fa ngo, ka fa wenabiakute i n'akuku nine ka iweyiso fa oyi. 34 Idi ice n'umu-nwayi *ozo* n'iyi-oyi-i, makana nwoke obuna esoro i n'iyi oyi: ebe inakwu ugwo, ma adakwu i ugwo, nyabu na idi ice.

Digitized by Google

35 Nyabu, nulu okwu Jehofa, ngi nwayi nayi ọyi: 36 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, Makana erufulu ilu-inyi-i, ewegbaba i ọtọ sitena iyiso ndi fulu i n'anya ọyi; na maka ifi alusi nine nke ife-alu-i-ga, na maka ọbala umu-i, nke inyelu fa: 37 nyabu ne, agamekpokọba ndi fulu i n'anya, ndi iyisogo ọyi, na ndi nine ifugo n'anya, fa na ndi nine ikpọgo asi; agamekpokọba fa ọbunadu imedide i n'akuku nine, gbaba azi i ọtọ n'anya fa, ka fa wefu ọtọ-i nine. 38 Agamekpe azi i ikpe, dika esi ekpe umu-nwayi ndi yili ọyi ndi gbafu-azi-li ọbala; agameweta n'isi i ọbala nke ọnuma na ekwolo. 39 Agamewelu azi i nye n'aka fa, fa gakwatu unọ-i di enu, tikpọ ebe di-ga enu i; fa gatọpu i akwa-i, napu i ọmalica ife-ekike-i: fa garapu i igbalusia ọtọ nca. 40 Fa gacigota azi nzukọ imedide i, fa gatu i nkpuma, welu azi nmà-fa magbue i. 41 Fa gesule unọ-i-ga ọku, kpe i ikpe n'anya ọtutu umu-nwayi; agameme ka ikwusi iyi ọyi, imakwuzi ugwọ ọzọ. 42 Nyabu na agameme ka afọ ju ọnumam n'ebe inọ, ekwolom gesi n'ebe inọ puta, agamanọ du, Mmewenwozi iwe ọzọ. 43 Makana ilotarọ ubọsi iji di na nwata, ma isogbulum n'ife ndia nine; nyabu ne, Munwa geweta azi uzọ-i n'isi i, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: imemezi ife inyi *a* nyelu ife-alu-i nine.

44 Ne, onye ọbuna nke natu inu gatu inu *nka* medide i, si, Ka nne di, nọfu ka ada-ya di. 45 Nginwa bu ada nne-i, nke ife di-ya na umu-ya neme ya izize; nginwa bu azi nwa-nne nwayi nke umu-nne-i umu-nwayi, nke ife di-fa na umu-fa neme izize: nne-unu buli onye-Hitait, nna-unu bu onye-Amorait. 46 Nwa-nne-i nke okenye bu Sameria, nke bi n'aka-ekpe-i, yanwa na umu-ya umu-nwayi:

na nwa-nne-i nwayi nke ọbele, nke bi n'aka-nni-i, bu Sọdom na umu-ya umu-nwayi. 47 Ma ikpaghaliro n'uzọ-fa-ga, nke ineme ka ife-alu-fa si diga, ma, dika *agasi na nke afu bu* nọ ọbele *ife*, iletọkalili fa n'uzọ-i nine. 48 Etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, Sọdom nwanne-i nwayi emero, yanwa na umu-ya umu-nwayi, etu isi me, nginwa na umu-i umu-nwayi. 49 Ne, nka buli ajọ omume nwa-nne-i nwayi bu Sọdom; ngala, afọ ojuju nni, na imelime aru-ofufo dili ya na umu-ya umu-nwayi; ọgbaro aka onye ebudalu ebuda na ọgbenye ume. 50 Fa bu ndi ngala, me ife alu n'irum: Mwewepu fa ka Mfulu *ya*. 51 Sameriaru [illegible]ero ọkala njọ imelu; ma imego ka ife-n'[illegible]awanye kalia nke fa, igunyego azi umu-nne-i umu-nwayi na ndi ezi omume sitena ife-alu-i nine nke imelu. 52 Nginwa azi, bulu ifele nke i, makana ikpego umu-nne-i umu-nwayi ikpe; sitena njọ-i nke imekalili fa ife alu nime fa, fa bu ndi ezi omume kalia i: eye, nginwa azi ifele me i, bulu ifele-i, makana igunyelu umu-nne-i umu-nwayi na ndi ezi omume. 53 Agamakpọcigha ndi-fa adọlu n'agha, *bú* ndi Sọdom na umu-ya umu-nwayi ndi adọlu n'agha, na ndi Sameria na umu-ya umu-nwayi ndi adọlu n'agha, na ndi-i ndi adọlu n'agha n'etiti fa: 54 ka iwebulu ifele nke i, ifele eweme i maka ife nine imelu, makana ibulu fa ife ntasi-obi. 55 Umu-nne-i umu-nwayi, *bú* Sọdom na umu-ya umu-nwayi, gecigha n'ọkwa fa nọli gbo, Sameria azi na umu-ya umu-nwayi gecigha n'ọkwa fa nọli gbo, nginwa azi na umu-i umu-nwayi gecigha n'ọkwa unu nọli gbo. 56 Makana ọnu-i efotaro Sọdom nwa-nne-i nwayi n'ubọsi ngala-i; 57 tupu ekpughe ajọ ife-i, dika n'ọge nkpali um[illegible] Siria

umu-nwayi, na ndi nine nọrubelu ya okilikili, umu ndi Filistia umu-nwayi, ndi neme i akaje okilikili. 58 Nginwa ebulugo ife-inyi-i na ife-alu-i-ga, ka Jehofa kwulu. 59 Makana nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu; Agamemeso azi i ka isi weme, onye nenili iyi afu sitena imebi àgbà. 60 Ma Munwa gelota àgbà Mu na i n'ubọsi idi na nwata, agameme ka ofu àgbà ebe-ebe kwusielu i ike. 61 Igelota azi uzọ-i-ga, me ifele, mgbe igeji nalu umu-nne-i umu-nwayi, ndi bu ikenye na ndi bu umu-aka: agamewelu fa nye i ka fa bulu umu-i, ma ọburọ sitena agba-i. 62 Munwa geme ka agbam kwusielu i ike; igama azi na Munwa bu Jehofa: 63 ka iwelota, me ifele, ghalu isanụ. enu -i, maka ifi ifele-i; mgbe Mkpucisili i ife nine ụ. fa: ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

17 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, nue ofu inu, tualu unọ Israel ofu inu; 3 si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ofu nuku ugo nke nwelu nuku nku-ga na ogonogo ugbene, nke juputalu n'uluma-ga, nke tulu agwa di n'ice n'ice, bialu na Lebanon, welu ọnunụ sida: 4 okubepu anaka-ya wa-ga-lu ọfu dikalisili enu, bulu ya je n'ofu ani anazu afia; ọdebe ya n'obodo ndi afia. 5 Ọcili azi nkpulu ani afu ọnwọ, kua ya n'ugbo anaku nkpulu; ọkulu ya n'ikpele nuku mili-ga; ọkulu ya dika osisi wilo. 6 Owepue, bulu osisi fain basalu abasa nke di nkenke, nke ngadaba-ya-ga dolu ya iru, nke nkpọlọgwugwu-ya di n'okpulu ya: ọwebulu fain, wewaputasia ngadaba-ga, wasia anaka-ga. 7 Ofu nuku ugo ọzọ di nwelu nuku nku na imelime uluma: ne, fain nka gbalu nkpọlọgwugwu do ya iru, wasia ngadaba dolu ya iru, sitena ebe akulu ya, ka ọwenagba ya

mili. 8 Akulu ya n'ezigbo ugbo n'ikpele nuku mili-ga, ka ọwewaputa ngadaba-ga, mia azi nkpulu, ka ọwebulu ọmalica fain. 9 Kwue, si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ọgagalu ya ka? omeropu nkpọlọgwugwu-ya, bepu nkpulu-ya, ka ọwejanwua; ka akwukwọ ndu ya nine wejanwua; iropu ya na nkpọlọgwugwu-ya néji nuku ike na imelime madu? 10 Eye, ne, ka akulu ya, ọgagalu ya ka? ọmajanwusi nca, mgbe ifufe nke iru-anya-anwu felu ya? ọgajanwu n'ebe opulu.

11 Okwu Jehofa webiakutem, si, 12 Biko gwa unọ nanupu isi, Unu amarọ isi ife ndia ka? gwa fa, Ne, eze Babilon bialu na Jerusalem, welu eze-ya, na ndi-isi-ya, kpọtalu ya fa na Babilon; 13 ọkpọlu azi ofu onye n'umu eze, ya na ya weme agba; ọme azi ka ọñua iyi, wepu ndi-dike n'ani afu: 14 ka ani-eze afu wedi ani, ka ọghalu iwenizi onweya enu, ma ka ọwekwudo sitena idebe àgbà-ya. 15 Ma ọnupulu isi n'okpulu ya n'iziga ndi-ukọ-ya n'Ijipt, ka fa wenye ya anyinya-ga na imelime madu. Ọgagalu ya ka? onye neme etu ife ndia gagbapu ka? ogemebi agba, wegbapu ka? 16 Etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, ezie n'ebe eze nke cili ya eze bi, onye ọnenili iyí-ya, mebie agba-ya, *ọbunadu* n'ebe obi n'etiti Babilon ka ọganwu. 17 Fero na nuku usu ndi agha ya na nuku nzukọ-ya amemelu ya ife ọbuna n'agha, ka fa tubalu obo ife lua azi unọ agha, ka fa wegbue imelime madu. 18 Makana ọnenigo iyí afu sitena imebi agba afu; ne, ọnyegoli aka-ya, ma ọmego ife nine ndia; ọmagbapu. 19 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Etu Munwa difu ndu, ezie iyim nke ọnenili, na agbam nke omebili, agameweta azi ya n'isi-ya.

20 Agamefekwasi ya ife-ntufim, ageme ka ọma n'ọnyà nkem, agameme ka ọbia na Babilon, agamakpọ ya je n'ikpe n'ebe afu maka nmefie-ya nke ọmefielum. 21 Ndi-ya nine *di* n'usu-ya nine ndi gbalu ọsọ gada na nmà, ndi gbọputalunu ka agacusasi nye ifufe nine: unu gama azi na Munwa Jehofa ekwugo.

22 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Munwa azi gewelu ọnwọ n'ọnunu sida di enu, ma ya; agamakubepu anaka di nlo n'anaka-ya-ga nke dikalisili enu, Munwa gama ya n'ugwu di enu nwelu akpa-npipi: 23 agamama ya n'ugwu nke ebe di enu nke Israel: ọgawaputa ngadaba-ga, mia azi nkpulu, bulu ọmalica sida: n'okpulu ya ka anu-ufe nine di n'ice n'ice gebi; n'okpulu ndo ngadaba-ya-ga ka fa gebi. 24 Osisi nine di n'ọfia gama azi na Munwa *bú* Jehofa wedatalu osisi di enu, wenie osisi di ani, kpọnwua osisi di ndu, me ka osisi ọkpọ-nku ma ifulu: Munwa Jehofa ekwugo me azi ya.

18 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Kedu isi ife ununwa ji atu inu nka n'ani Israel, si, Ndi bu nna alacago nkpulu fain gbakalu agbaka, ezé nelu umu-fa izi? 3 Etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, ọmenwezi ife unu geji tu inu nka n'Israel ọzọ. 4 Ne, nkpulu-obi nine bu nkem; dika nkpulu-obi nna, nọfu azi ka nkpulu-obi nwa si bulu nkem: nkpulu-obi nke melu njọ, nke afu ganwu. 5 Ma ọbuluna onye ọbuna abulu onye ezi omume, nekpe ikpe kwu ọtọ neme azi ezi omume, 6 ọbulu azi na oliro *ife* n'enu ugwu-ga, nke ọneweni anya-ya *ene* alusi-ga nke unọ Israel, nke onemebi nwunye madu-ibe-ya, nke ọnanabakulu nwayi di na nsọ; 7 nke ọneme-

gbu onye ọbuna, ma ọnyecighago onye ji ugwọ ife odolu n'ibe, ọnaluro madu ife n'ike, ọwelugo nniya nye onye agu, welu ákwà gbobe onye gba ọtọ; 8 ozinyero ina uma, nke ọnanalu kalia ka ozinyelu, ọseputago aka-ya n'ife neloro elo, kpe ezi ikpe n'etiti madu na madu, 9 nakpaghali n'ukpulum-ga, debe azi ikpem-ga, ka ọweme ife n'eziokwu; onye afu bu onye ezi omume, ọgadilili ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 10 Ọbuluna ọmuta nwa-nwoke bú onye neme ife-ike, onye nagbafu ọbala, neme ofu efu n'ife ndia, 11 nademe ife ọbuna n'*ezi ife* afu-ga, ma oligo azi ife n'enu ugwu-ga, mebie nwunye madu-ibe-ya, 12 megbue onye ebudalu ebuda na ọgbenye, nalu ife n'ike, ọnyecigharọ ife edolu n'ibe, ọwenitago anya-ya *ne* alusi-ga, me ife alu, 13 zinye ina uma, nalu kalia ka ozinyelu: ọgadizi ndu ka? ọmadi ndu: ọmego ife alu nine ndia: agegbulili ya; ọbala-ya gadi n'isi ya. 14 Ma, ne, ọbuluna ọmuta ofu nwanwoke, nke fulu njọ nna-ya nine, nke ọmelu, tuba egwu, ọmero ife di nọfu, 15 nke neliro ife n'enu ugwu-ga, nke ọneweni anya-ya *ene* alusi-ga nke unọ Israel, nke ọnemebi nwunye madu-ibe-ya, 16, nke ọnemegbu onye ọbuna, nke ọnanalu ife ibe, nke ọnanalu ife n'ike, ọwelugo nni-ya nye onye agu, welu ákwà gbobe onye gba ọtọ, 17 ọseputago aka-ya n'ebe onye ebudalu ebuda nọ, nanaro uma ma-ọbu kalia ka ozinyelu, onye kpegolu ikpem-ga, kpaghalia n'ukpulum-ga; onye afu amanwu maka ajọ omume nna-ya, ọgadilili ndu. 18 Ma nna-ya, maka ifi na ọmegbulu agadaga, nalu nwa-nna-ya ife n'ike, me ife nadiro nma n'etiti ndi-ya, ne, ọganwu n'ajọ omume-ya. 19 Ma unu si, Gini melu nwa maneji bu ajọ omume nna-ya? Mgbe

nwa kpelu ikpe kwu ọtọ me azi ezi omume, debezue ukpulum-ga, me fa, ọgadilili ndu. 20 Nkpulu-obi nke melu njọ, nke afu ganwu: nwa amebu ajọ omume nna-ya, nke nna nebu ajọ omume nwa-ya; ezi omume nke onye ezi omume gadi n'isi ya, ife ọjọ nke onye ọjọ gadi n'isi ya. 21 Ma ọbuluna onye ọjọ esi na njọ nine ọmegolu cigha, debe ukpulum nine, kpe ikpe *kwu ọtọ* me azi ezi omume, ọgadilili ndu, ọmanwu. 22 Amelota imedide ya ofu efu na njefie-ya nke ọjefiegolu: n'ezi omume-ya nke ọmegolu ọgadi ndu. 23 Ọnwu onye ọjọ nasọm usọ nca ka? ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: ọburọ ka osi n'uzọ-ya cigha, wedi ndu? 24 Ma mgbe onye ezi omume si n'ezi omume-ya cigha, mebe ife nelorọ elo, mebe etu ife alu nine nke onye ọjọ neme, ọgadi ndu ka? Ọnwerọ ofu efu n'ezi omume-ya nke ọmegolu agelota: na nmefie-ya nke ọmefielu, na njọ-ya nke ọmelu, nime fa ka ọganwu. 25 Ma unu si, Uzọ Dinwenu-ayi araro nranya. Biko nulunu, unu unọ Israel: Uzọm araro nranya ka? ọburọ uzọ-unu nararọ nranya ka? 26 Mgbe onye ezi omume si n'ezi omume-ya cigha, mebe ife nelorọ elo, nwuru nime fa; n'ife-ya nelorọ elo nke ọmegolu ka ọganwu. 27 Ọzọ, mgbe onye ọjọ si n'ife-ọjọ-ya nke ọmegolu cigha, kpebe ikpe *kwu ọtọ* mebe azi ezi omume, onye afu geme ka nkpulu-obi-ya di ndu. 28 Makana ọfulu, si na njefie-ya nine nke ọjefiegolu cigha, ọgadilili ndu, ọmanwu anwu. 29 Ma unọ Israel si, Uzọ Dinwenu-ayi araro nranya. Unu unọ Israel, uzọm araro nranya ka? ọburọ uzọ-unu nararọ nranya ka? 30 Nya ka Mgeji kpe unu, unu unọ Israel, ebe onye anọna ka uzọ-ya si di-ga, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. Cighanu, sinu n·

njefie-unu nine cigha, nyabu na ajọ omume amabu ife-isọ-ngọngọ-unu. 31 Kpofuenu n'ebe unu nọ njefie-unu nine, nke unu jefiegolu nime fa; melunu onweunu obi ọfu na mọ ọfu: maka gini ka unu geji nwu, unu unọ Israel? 32 Makana ọnwu onye nanwu anwu adasọm, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: nyabu cighanu, ka unu di ndu.

19 1 Ọzọ, nginwa bubalu ndi-Israel abu ákwá, 2 nasi, Nne-i bu gini? Nwunye agaba: ọmakpulu n'etiti agaba, n'etiti okolọbia agaba ka ọnazu umu-ya. 3 Ọwezuputa ofu nime umu-ya; ọwebulu okolọbia agaba: ọwemuta inwude anu ọgadọli, oneli madu. 4 Mba nu-azi-li maka ya; ewenwude ya n'ọbù-fa: fa ji ukpo weweta ya n'ani Ijipt. 5 Ka *nwunye agaba* afu fulu na ọgegoli, na atumanya-ya anago n'iyi, ọwelu ofu nwa-ya ọzọ, me ya okolọbia agaba. 6 Ọwenakpaghali n'etiti agaba, webulu okolọbia agaba: ọwemuta inwude anu ọgadọli, oneli madu. 7 Ọma-azi-li nuku unọ-fa-ga, me ka obodo-fa tọgbọlu-ga-lu nkiti; ani, na uju di ya, webulu nkpọnkpọ ani, maka ifi onu nbigbọ-ya. 8 Mba wemedide ya n'akuku ọbuna sitena ani-eze nine: fa fekwasi ya ife-ntufi-fa; ewenwude ya n'ọbù-fa. 9 Fa ji ukpo wetinye ya n'unọ anu ọfia, wetalu ya eze Babilon; fa weta ya n'ebe si-ga-lu ike, ka aghalu inunwozi onu-ya n'enu ugwu-ga nke Israel.

10 Nne-i dili ka fain, nime ọbala-i, akulu n'ikpele mili-ga: ọnami nkpulu ju azi na ngadaba-ga sitena imelime mili-ga. 11 Ọnwe-azi-li ọkpọsi di-ga ike maka ọgbanci-ga nke ndi nacinu, emelu ka osolu ogonogo lue n'igwe oji, ewefu ya n'ogonogo-ya ya na imelime ngadaba-ya. 12 Ma eropulu ya n'ọnuma, aturalu ya n'ani, ifufe iru-

anya-anwu kpọlu nkpulu-ya nku: ọkpọsı-ya di ike ka akpajisili fa kpọnwusia; ọku afu wele fa. 13 Kita akulu ya n'ọfia kwu nkiti, n'ani ọkpọ-nku nke nenwerọ mili. 14 Ọku esigo n'ọkpọsi-ga nke ngadaba-ya-ga nwulu, ọlacapugo nkpulu-ya, nyabuna ọkpọsi ọbuna di ike adirọ nime ya ibu ọgbanci iji cinu. Nka bu abu ikwa ákwá, ọgabu azi abu ikwa akwa.

20 1 Oluzia n'arọ nke-isa, n'*ọnwa* nke-ise, n' *ubọsi* nke-ili n' ọnwa, ọnwọ na ndi-ikenye Israel bia gajua ase n'aka Jehofa, wenọdu ani n'irum. 2 Okwu Jehofa webiakutem, si, 3 Nwa nke madu, gwa ndi-ikenye Israel, si fa, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ununwa bialu gaju ase n'akam ka? Etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, unu amaju ase n'akam. 4 Igekpe fa ikpe, nwa nke madu, igekpe fa ikpe ka? me ka fa malu ife alu nna-fa-ga; 5 si fa, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: N'ubọsi mgbe Mji rọputa Israel, wewenitalu nkpulu nke unọ Jekob akam, me ka fa malum n'ani Ijipt, mgbe Mji wenitalu fa akam, si, Munwa bu Jehofa Cuku-unu; 6 n'ubọsi afu ewenitalum fa akam, ka Mweme ka fa si n'ani Ijipt puta ba n'ani Mnyotalu fa, nke neru na mili ala na manu anwu, nke bu otuto ani nine: 7 Mwesi fa, Kpofuenu n'ofu n'ofu ife alu anya-unu-ga, unu ejina alusi-ga nke Ijipt wemelu onweunu; Munwa bu Jehofa Cuku-unu. 8 Ma fa nupulu isi n'okpulum, fa ekwerọ inu onum, fa ekpofurọ n'ofu n'ofu ife aluga nke anya-fa, nke fa narapu alusi-ga nke Ijipt: Mwesi na agameruwusa fa ọnumam, imezu iwem n'aru fa n'etiti ani Ijipt. 9 Ma alulum maka ifi afam, ka aghalu imetọ ya n'anya mba-ga, ndi

fanwa nọ n'etiti fa, ndi Mmelu ka fa malum n'anya-fa, n'ikpọputa-fa n'ani Ijipt. 10 Mweme ka fa si n'ani Ijipt puta, me ka fa bia n'ọfia kwu nkiti. 11 Mwenye fa ukpulum-ga, me ka fa malu ikpem-ga, nke gabu na onye ọbuna me, ọgadi ndu nime fa. 12 Enye-azi-lim fa sabat nkem-ga, ka fa bulu ife arima n'etiti Mu na fa, ka fa wemalu na Munwa bu Jehofa nke dolu fa nsọ. 13 Ma unọ Israel nupulu isi n'okpulum n'ọfia kwu nkiti: fa adakpaghali n'ukpulum-ga, fa julu ikpem-ga, nke gabu na onye ọbuna me, ọgadi ndu nime fa; fa metọsi-azi-li *ubọsi* sabat nkem-ga: Mwesi na agameji ọnumam werukwasi fa nime ọfia kwu nkiti, ikpocapu fa. 14 Ma alulum maka ifi afam, ka aghalu imetọ ya n'anya mba-ga, ndi Mkpọputalu fa n'anya-fa. 15 Munwa wenita-azi-li fa akam n'ọfia kwu nkiti, na Mmakpọbata fa n'ani Mnyelu fa, neru na mili ala na manu anwu, nke bu otuto ani nine; 16 makana fa julu ikpem-ga, fa adakpaghali n'ukpulum-ga, fa metọ azi sabat nkem: makana obi-fa nejeso alusi-fa-ga. 17 Ma anyam rapulu fa ka Mghalu imebi fa, ekpocapusirọm fa nca n'ọfia kwu nkiti. 18 Mwegwa umu-fa n'ọfia kwu nkiti si, Unu akpaghalina n'ukpulu nna-unu-fa, nke unu nedebe ikpe-fa-ga, nke unu neji alusi-fa-ga emelua onweunu: 19 Munwa bu Jehofa Cuku-unu; nakpaghalinu n'ukpulum-ga, debenu ikpem-ga, neme fa: 20 nedo azi sabat nkem-ga nsọ; fa gabu azi ama n'etiti Mu na unu, ka unu wemalu na Munwa bu Jehofa Cuku-unu. 21 Ma umu afu nupulu isi n'okpulum; fa akpaghaliro n'ukpulum-ga, nke fa nedebe ikpem-ga ime fa, nke gabu na madu me, ọgadi ndu nime fa; fa metọlu sabat nkem-ga:

Mwesi na agameruwusa fa ọnumam, imezu iwem n'aru fa n'ọfia kwu nkiti. 22 Ma eseputalum akam, lua ọlu maka ifi afam, ka aghalu imeto ya n'anya mba-ga, ndi Mkpoputalu fa n'anya-fa. 23 Munwa azi wenitalu fa akam n'ọfia kwu nkiti, na agamacusa fa n'etiti mba-ga, kpasa fa n'etiti ani-ga; 24 makana fa ekpero ikpem-ga, ma fa jululi ukpulum-ga, meto sabat nkem-ga, anya-fa so alusi nna-fa-ga. 25 Munwa azi nyelu fa ukpulu nadiro nma, na ikpe-ga nko fa manadi ndu nime fa; 26 Mweme ka fa lua alua n'onyinye-fa-ga, n'ebe fa melu ka ndi ebu uzo mu gafe *oku*, ka Mweme fa nkponkpo ani, ka fa wemalu na Munwa bu Jehofa.

27 Maka ya, ngi nwa nke madu, gwa uno Israel, si fa, Nonwo ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Na nka azi ka nna-unu-fà ji kpolim, n'ebe fa mefielum. 28 Makana ka Mkpotasili fa n'ani, nke Mwenitalu akam inye fa, fa wefu ngongo nine di enu, na osisi nine gbalu agba, fa cuba aja-fa n'ebe afu, n'ebe afu ka fa nyelu ife iji kpudebe nso nke nakpasu iwe, n'ebe afu azi ka fa sulelu ife ísì uso fa, n'ebe afu azi ka fa ruputalu àjà ife ọlila fa. 29 Mwesi fa, Kedu isi ebe di enu nke unu neje? Ewekpo afa-ya Bama wepu tata. 30 Nya ka igeji gwa uno Israel, si, Nonwo ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ununwa nemelu onweunu n'uzo nna-unu-fà ka? ununwa nejeso ife-alu-fa-ga iyi ọyi? 31 mgbe unu nenye ife-onyinye-unu, mgbe unu melu ka umu-unu ndikom gafe ọku, ununwa ji alusi-unu nine nemelu onweunu, wepu tata ka? unu gaju ase n'aka Munwa, unu uno Israel? Etu munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, unu amaju ase n'akam: 32 nke ife nke batalu na mo-unu gadi manca; n'ebe ununwa si, Ayi

gadi ka mba-ga, dika umunna ani ọzọ-ga, ífé osisi na nkpuma. 33 Etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, ezie agameji aka di ike, na ọgwe-aka esetipulu esetipu, na ọnuma nke eruputalu eruputa, wecili unu eze: 34 agameji aka di ike, na ọgwe-aka esetipulu esetipu, na ọnuma nke eruputalu eruputa, wekpọputa unu n'ani-ga ebe acusalu unu: 35 agamakpọbata unu n'ọfia kwu nkiti nke ndi afu-ga, n'ebe afu ka Mu na unu gekpe iru na iru. 36 Etu Mu na nna-unufà si wekpe n'ọfia kwu nkiti nke ani Ijipt, nọfu ka Mu na unu gekpe, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 37 Agameme ka unu ga n'okpulu ọkpọsi, agameweta unu n'ife njikọ nke àgbà; 38 agamanucapu n'etiti unu ndi nanupu isi, na ndi jefielum; agameme ka fa pua n'ani ebe fa nọ dika ọbia, ma fa amaba n'ani Israel: unu gama azi na Munwa bu Jehofa. 39 Ununwa, unọ Israel, nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Jebenu, ebe onye anọna ya febe alusi-ya-ga, ma n'ọdi-n'iru unu ganulili onum, unu amejizi onyinye-unu-ga, na alusi-unu-ga, wemetọ afa nsọm ọzọ. 40 Makana n'ugwum di nsọ, n'ugwu nke ebe di enu nke Israel, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, n'ebe afu ka unọ Israel nine, fa nine, gefem n'ani afu: n'ebe afu ka ife-fa gasọm, n'ebe afu ka Mgacọ ife-àjà-unu-ga, na nkpulu izizi nke ife unu celu n'irum, na ife nsọ nine nke unu. 41 Dika ife ísì usọ ka ife-unu gasọm, mgbe Mji me ka unu si n'etiti ndi afu-ga bia, kpọkọputa unu-n'an iacusalu unu nime fa; agedom nsọ nime unu n'anya mba-ga. 42 Unu gama azi na Munwa bu Jehofa, mgbe Mgakpọbata unu n'ani Israel, n'ani Mwenitalu akam inye nna-unu-fà. 43 N'ebe afu ka unu

gelota uzọ-unu-ga, na omume-unu nine, nke unu melulu onweunu nime fa; unu geme izize onweunu n'iru unu maka ajọ ife-unu nine nke unu melu. 44 Unu gama azi na Munwa bu Jehofa, mgbe Mji lua ọlu nime unu maka ifi afam, ọburọ ka ajọ uzọ-unu si di-ga, nke ọnabu ka omume-unu lelu ule si di-ga, unu unọ Israel, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

45 Okwu Jehofa webiakutem, si, 46 Nwa nke madu, do iru-i n' adagbe, kwue *okwu-i* n'ebe dolu iru n'adagbe, ma amuma medide ugboko nke ọfia n'Adagbe; 47 gwa ugboko nke Adagbe, Nulu okwu Jehofa; Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, agamamunye ọku nime i, ọgeleli osisi ndu nine di nime i, na osisi ọkpọnku nine: amemenyu ilele-ọku-*ya*, iru nine sitelu n'adagbe genye n'Ugwu ka ọgele. 48 Madu nine gafu na Munwa Jehofa amunyego ya: amemenyu ya. 49 Mwesi, A Dinwenu-ayi Jehofa! fanwa nekwu makam, Yanwa aburọ onye natu *sọ* inu ka?

21 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, do iru-i na Jerusalem, kwue *okwu-i* n'ebe ebe di-ga nsọ di, ma amuma medide ani Israel; 3 si ani Israel, Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ne, anamemedide i, agamamiputa nmam n'ọbọ-ya, webepu nime i onye ezi omume na onye ọjọ. 4 Ebe Mgebepu azi nime i onye ezi omume na onye ọjọ, nya ka nmam geji si n'ọbọ-ya puta imedide madu nine sitena adagbe genye n'Ugwu: 5 madu nine gama azi na Munwa Jehofa amiputago nmam n'ọbọ-ya; omecighatazi ọzọ. 6 Nyabu ze ume, nginwa nwa nke madu; sitena ikpaji úkwù-i na inu *nke obi* ka igeji ze ume n'anya fa. 7 Ọgabu azi, na mgbe fa gasi i, Maka gini ka nginwa ji eze umé? igasi, Maka akukọ, makana ọbiana: ọb

nine gagbaze, aka nine gakupusi, ufu ekpue mọ nine, nkpili-ukwu nine abulu sọ mili mili; ne, ọbiana, ọgeme azi, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

8 Okwu Jehofa webiakutem, si, 9 Nwa nke madu, ma amuma, si, Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Si, *Ne* nmà, *ne* nmà, amulu ya amu, efica-azi-li ẹfica: 10 amulu ya amu ka owegbue egbue; eficalu ya efica ka owegbupu ka àmùmà: ayi ganegoli ngoli azi ka? itali nke nwam, ọnenili osisi nine. 11 Ewelu ya nye ka efica ya, ka ewelu nejide ya aka: nmà afu, amulu ya amu, eye eficalu ya efica, ka ewelu ya nye n'aka onye negbu egbu. 12 Nakpọ nkpu naci ákwá, nwa nke madu: makana nke afu di n'aru ndi nkem, nke afu di n'aru ndi-isi nine nke Israel: aralu fa na ndi nkem nye na nmà: nya ka igeji pia aka n'apatapa-ukwu-i. 13 Makana ọnwu-nwa di; ginizi ma ọbuluna itali nke neneni eneni amadizi ọzọ? ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 14 Nyabu nginwa, nwa nke madu, ma amuma, kukọ aka-i ọnu; me ka nmà afu di nmaji itọ, nmà ndi emelulu ajọ aru: nke afu bu nmà nuku onye afu emelulu ajọ aru, nke balu n'ime-unọ-faga. 15 Ezogom ọnunu nmà imedide ọnu-uzọ-ilofa nine, ka obi-fa wegbaze, ka ife isọ-ngọngọ nke fa webawanye: éwù! emelu ya dika àmùmà, amulu ya amu iji gbu egbu. 16 Jikọ onwei ọnu, je n'aka-nni; do onwei n'usolo, je n'aka-ekpe; n'ebe ọbuna edolu iru-i. 17 Munwa azi gakukọ akam ọnu, me ka afọ ju ọnumam: Munwa Jehofa ekwugo.

18 Okwu Jehofa webiakutem, si, 19 Nginwa azi, nwa nkẹ madu, rọputalu onwei uzọ nabọ, ka nmà eze Babilon webia; fa nabọ gesi n'ofu ani weputa: ka *akala yili* aka, ka ya n'isi uzọ nke iji weba

n'obodo. 20 Igaroputa ofu uzọ, ka nmà webiakute Raba nke umu Amon, na Juda di na Jerusalem nke egwurubelu iga. 21 Makana eze Babilon kwu n'abu-uzọ, n'isi uzọ nabọ afụ, ka ọwefu ndi-mọ: ọfeghalili ufele-ya-ga, ọjulu terafim ase, ọnenelu imeju. 22 N'aka-nni-ya ka ife ifu ndi-mọ *maka* Jerusalem di, idọba ife eji akwatu aja, na isa ọnu n'ogbugbu afu, na iweni onu na nkpu, na idọba ife iji kwatu aku ọnu-uzọ-ilo-ga, na ituba oboife-ga, na ilu unọ agha-ga. 23 Ọgadili fa ka ifu ndi-mọ nkiti n'anya fa, bu ndi ṅulu fa iyi: ma yanwa neme ka elota ajọ omume, ka ewewelu fa.

24 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Makana unu emego ka elota ajọ omume-unu, n'ebe ekpughelu njefie-unu-ga, ewefu njọ-unu-ga n'omume-unu nine; makana elotago unu, ageji aka wenwude unu. 25 Nginwa azi, onye ọjọ emelulu ajọ aru, onye-isi Israel, onye ubọsi-ya biagolu, n'ọge ajọ omume isi-njedebe; 26 nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Weruka okpu, wepu okpu eze: nka amadizi nọfu ọzọ: bunie nke di ani enu, buda nke di enu ani. 27 Nghakpu, nghakpu, nghakpu ka Mgaghakpu ya: nka azi amadizi ọzọ, genye ọwebia *bú* onye olulu; agamewelu ya nye *ya*.

28 Nginwa, nwa nke madu, ma amuma, si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu maka umu Amon, na nkpali-fa; si azi, *Ne* nmà, amiputago nmà, eficalu ya maka ogbugbu, ime ya ka olie, ka ọwedi ka àmùmà: 29 n'ebe fa fulu i ife neloro elo, n'ebe fa nafulu i ndi-mọ asi, itọgbọ i n'onu ndi ọjọ ndi emelulu ajọ aru, ndi ubọsi biagolu, n'ọge ajọ omume nke isi-njedebe. 30 Me ka ocighakwa n'ọbọ-ya. Nime ebe ekelu i, n'ani amulu i, ka

Mgekpe i ikpe. 31 Agamerukwasi ajọ iwem n'isi i; agameji ọku nke ọnumam wefukwasi i: agamaralu i nye n'aka madu ndi bu sọ anu ọfia, ndi di ṅkà n'igbu egbu. 32 Igabu nni ọku; ọbala-i gadi n'etiti ani afu; amelotanwozi i ọzọ: makana Munwa Jehofa ekwugo.

22 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nginwa, nwa nke madu, igekpekwọ ikpe, igekpekwọ obodo ọbala nka ikpe ka? me azi ya ka ọmalu ife-alu-ya nine. 3 Igasi, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Obodo nke gbafulu ọbala n'etiti ya, ka ọge-ya webia, nke nakpu azi alusi-ga imedide onweya iji melu onweya! 4 Ikpe amago i n'ọbala igbafulu, emelugo i n'alusi-ga ṅke ikpulu; imego ka ubọsi-i kpudebe-ga nso, ijelugo azi n'*isi-njedebe* arọ-i-ga: nya ka Mji me i ka ibululu mba-ga ife nkpali, bululu ani nine ife ikpa amu. 5 *Ndi nọ* nso, na *ndi* ṇọtelu i aka, geji i kpa amu, ngi onye emelulu afa-i nke juputalu ṇa nkpọtu. 6 Ne, ndi-isi Israel, ebe onye anọna dika ike-ya si di, anọgo nime i igbafu ọbala. 7 Nime i ka fa nakpọli nna-*fa* na nne-*fa;* n'etiti i ka fa ji nmegbu emeso onye ọbia: nime i ka fa budalu onye nenwerọ nna na ajadu. 8 Inenigo ife nsọmga, metọ sabat nkem-ga. 9 Ndi-obu-asi-ejeọgbe anọgo nime i igbafu ọbala: nime i ka fa lili ife n'enu ugwu-ga: n'etiti i ka fa megolu ife lulu inyi. 10 Nime i ka fa gbabalu nna-fa ọtọ: nime i ka fa budalu nwayi lulu alu n'idi-na-nsọ-ya. 11 Ofu nwoke esolugo nwunye madu-ibe-ya weme ife alu; onye ọzọ emelugo nwunye nwa-ya n'uzọ lulu inyi; onye ọzọ azi nime i ebudago nwanne-ya nwayi nwa nke nna-ya. 12 Nime i ka fa lili ngo igbafu ọbala; inalugo uma nalu azi kalia

ka izinyelu, iwelugo azi akpili welita elele n'aka ndi bú madu-ibe-i sitena nmegbu, ilozogo-azim, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 13 Nyabu, ne, akugom akam n'ajọ elele ilili, na ọbala-i nke dili n'etiti i. 14 Obi-i gakwulukwọ, ma-ọbu aka-i gadikwọ ike, n'ubọsi-ga nke Munwa gemeso i ka? Munwa Jehofa ekwugo, agameme *ya*. 15 Agamacusa i n'etiti mba-ga, kpasa i n'ani *nine;* agamekpocapu inyi-i n'obi-i. 16 Agemeto i nime i, n'anya mba-ga; igama azi na Munwa bu Jehofa.

17 Okwu Jehofa webiakutem, si, 18 Nwa nke madu, unọ Israel abulugom ife lulu inyi: fa nine bu ọna na gbamgbam na ígwè na ọze n'etiti obo ọku; fa abulugo inyi ọna-ọca. 19 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Makana unu nine abulugo ife inyi, nyabu, ne, agamekpokọba unu n'etiti Jerusalem. 20 Dika fa si ekpokọba ọna-ọca na ọna-ọku na ígwè na ọze na gbamgbam n'etiti obo ọku, ka afunwue ya ọku, ka agbaze ya; nọfu ka Mgekpokọba unu n'iwem na ọnumam, rapu unu n'ebe afu, gbaze unu. 21 Eye, agamekpokọba unu, welu azi ọku nke ọnumam fukwasi unu, agagbaze unu n'etiti ya. 22 Dika esi agbaze ọna-ọca n'etiti obo ọku, nọfu ka agagbaze unu n'etiti ya; unu gama azi na Munwa Jehofa erukwasigo ọnumam n'isi unu.

23 Okwu Jehofa webiakutem, si, 24 Nwa nke madu, si ya, Nginwa bu ani anawucarọ awuca, nke mili nezokwasi i n'ubọsi ajọ iwe. 25 Ajọ izuzu ndi-amuma-ya *di* n'etiti ya, dika agaba nagbọ uja nadọli ife ogbulu: fa elicapugo nkpuluobi-ga; fa kpolu àkù na ife di-ga oke ọnu; fa emego ka umu-ajadu-ya rie nne n'etiti ya.

26 Ndi-ncu-aja-ya emego iwum ife-ike metọsia ife di-ga nsọ nkem: fa emerọ ka ife di ice n'etiti ife di nsọ na ife nkiti, nke fa neme ka madu malu ife lulu alu na ife di ọca, fa ezopugo anya-fa na sabat nkem-ga, ewemetọm n'etiti fa. 27 Ndi-isi-ya n'etiti ya di ka ufu nadọli ife fa gbulu; igbafu ọbala, *na* imebi nkpulu-obi-ga, ka fa wenwe elele nligbu. 28 Ndi-amuma-ya etegolu fa nzu, nafu ife neloro elo, nafulu fa ndi-mọ asi, si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, mgbe Jehofa nejirọ wekwu. 29 Ndi ani afu emegbugo nmegbu, napu npum; eye, fa esogbugo onye ebudalu ebuda na ọgbenye, megbue azi ọbia nekpe ikpe. 30 Mwecọ nwoke n'etiti fa, ka ọgba ogige, kwulu na ntiwa afu n'irum maka ani afu, ka Mgbalu imebi ya: ma afurọm ofu efu. 31 Mwerusa fa ajọ iwem; esulegom fa n'ọku nke ọnumam: uzọ aka fa ka Mwetalu n'isi-fa, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

23 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, umu-nwayi nabọ dili, *bú* umu ofu nne: 3 fa yili ọyi n'Ijipt; fa yili ọyi na nwa-agbọ: ebe afu ka abiadolu ala-fa, n'ebe afu ka fa cifialu ọnunu ala nke nwa-agbọ fa bu. 4 Afa-fa bu Ohola *bú* nke okenye, na Oholiba nwa-nne-ya: fa webulu ndi nkem, fa muta umu-ndikom na umu-nwayi. Afa-fa, Sameria bu Ohola, Jerusalem bulu Oholiba. 5 Ohola wenayi ọyi mgbe oji bulu nkem; ọnacọ ndi fulu ya n'anya, *bú* ndi Asiria ndi-agbata-obi-*ya*, 6 nke yili ákwà anunu, ndi-isi na ndi naci ani, fa nine bu umu-ikoloọbia anacọ acọ, ndi anyinya nebu nalikwasi n'enu anyi-nya-ga. 7 Ọweyiso fa ọyi, fa nine *bu* ndikom Asiria kasi nma: onye ọbuna ọcọlu, ọwelu alusi-fa nine wemelua onweya. 8 Ọrapunurọ iyi-ọyi ogudu

*ọnọ n'*Ijipt; makana ka ọdi na nwa-agbọ fa dinanyelu ya, fanwa azi cifialu ọnunu ala nwa-agbọ ọbu: fa yiso ya ọyị agadaga. 9 Nya ka Mji ralu ya nye n'aka ndi fulu ya n'anya, n'aka ndi Asiria, ndi ọcọsili ike. 10 Ndia gbabalu ya ọtọ: fa cili umu-ya ndikom na umu-ya umu-nwayi, fa wewelu nmà gbue ya: ọwebulu akùkù n'etiti umu-nwayi; makana fa kpelu ya ikpe. 11 Nwa-nne-ya Oholiba wefu, ma ọletọkalili ya n'ọcicọ-ya, na iyi-ọyi-ya-ga nke ka iyi-ọyi nwa-nne-ya nwayi. 12 Ọcọsili ndi Asiria ike, ndi-isi na ndi naci ani, ndi-agbata-obi-*ya*, yilisia afe magbulu onweya, ndi anyinya nebu likwasi anyinya-ga, fa nịne umu-ikolọbia anacọ acọ. 13 Mwefu na emelulu ya; fa nabọ si ofu uzọ. 14 Ọweyiwanye ọyi; makana ọfulu ndikom esenyelu n'aja, onyinyo ndi Kaldea eji famílion senye, 15 fielu ife nfiedo n'úkwù-fa, tulua akwa esijili esiji n'isi-fa imelime, fa nine bulu ndi-dinkpa ikili ekili, yili ndi Babilon na Kaldea, ani nke amulu fa. 16 Aka oji fura fa ọcọba fa, zigalu fa ozi na Kaldea. 17 Ndi Babilon webiakute ya n'àkwà iyi-ọyi, fa wewelu iyi-ọyi-fa melua ya, ewemelua ya sitena aka-fa, ewekwapu nkpuluobi-ya n'ebe fa nọ. 18 Ọwekpughe iyi-ọyi-ya, gbaba onweya ọtọ: ewekewapu azi nkpulu-obim n'ebe ọnọ, etu esi kewapu nkpulu-obim n'ebe nwa-nne-ya nọ. 19 Ma ọyiwanyelu ọyi, nelotalili ka ọdi na nwa-agbọ, mgbe oji yia ọyi n'ani Ijipt. 20 Owenacọsi ndi-ọyi-fa ike, ndi aru-fa di ka aru anyinya-ibu, na ndi uré-fa di ka uré anyinya. 21 Nọnwọ ka isi lota ife inyi nke imelu na nwa-agbọ, sitena icifia ọnunu ala-i n'aka ndi Ijipt maka ala nwa-agbọ ibuli.

22 Nyabu, Ngi Oholiba, nọnwọ ka Dinwenu-

ayi Jehofa kwulu: Ne, agameme ka ndi ifulu n'anya binie medide i, ndi ekewapulu nkpulu-obi-i n'ebe fa nọ, agameme ka fa bịa imedide i n'akuku nine; 23 ndi Babilon na ndi Kaldea nine, Pekod na Ṣoa na Koa, *na* ndi Asiria nine so fa: umu-ikolọbia anacọ acọ, fa nine bu ndi-isi na ndi naci ani, ndicie na ndi amalu afa-fa, fa nine alikwasisia n'enu anyinya-ga. 24 Fa geji ife agha, na ugbọ-ani-ga, na wil-ga, na nzukọ ndi *di-ga n'ice n'ice*, imedide i; fa geji ọta na akpani na okpu agha ido onwefa medide i okilikili: agamaralu ikpe nye n'aka-fa, fa gekpe azi i ka ikpe-fa si di-ga. 25 Agamedo azi ekwolom imedide i, fa geji ọnuma wemeso i; fa gamacapu imi-i na nti-i-ga; ndi fọdulu nime i gada na nmà: ndi afu gacipu umu-i ndikom na umu-i umu-nwayi; ndi fọdulu nime i ka ọku galacapu. 26 Fa gatọpu i ákwà-i, cipu azi ife-ekike-i. 27 Nọnwọ ka Mgesi me ka ife-inyi-i kwusi n'ebe inọ, na iyi-ọyi-i *nke ewepu-talu* n'ani Ijipt: nyabu na imeweni anya-i *ne* fa, nke ineceta Ijipt ọzọ. 28 Makana nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, agamaralu i nye n'aka ndi ikpọlu asi, n'aka ndi ekewapulu nkpulu-obi-i n'ebe fa nọ: 29 fa geji ikpọ-asi wemeso i, wepu ife idọtalu n'àkànyà, rapu i igbalusia ọtọ nca: ọtọ nke iyi-ọyi-i ka agagbaba i, ka ife-inyi-i ka iyi-ọyi-i. 30 Ife ndia ka ageme i, makana iyisobego mba-ga ọyi, ya na makana ewelugo alusi-fa-ga wemelua i. 31 Ikpago n'uzọ nwa-nne-i nwayi; agamewelu azi iko-ya nye i n'aka. 32 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Igala nime iko nke nwanne-i, nke bulu omimi di nuku: agamu i amu neme i akaje; olutalu imelime. 33 Igejuputa 'itu-manya na uru, n'iko nke iti-nkpu na ime-

nkpọnkpọ, bu iko nke nwa-nne-i *bú* Sameria. 34 Igala azi ya za uge-ya, igatali ibeleju-ya, dọwa ala-i: makana Munwa ekwugo, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 35 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Makana ilozọgom, tụnyem n'azu-i, nginwa azi gebu ife-inyi-i na iyi-ọyi-i.

36 Jehofa wesim: Nwa nke madu, igekpe Oho!a na Oholiba ikpe ka? gosi azi fa ife-alu-fa. 37 Makana fa yili ọyi, ọbala di n'aka-fa, fa ayisogo alusi-fa-ga ọyi; fa emego azi ka umu-ſa ndikom, ndi fa mutalum, ka fa gafelu fa *ọku* ka ewelecapu fa. 38 Ọzọ nka ka fa melum: fa emelugo ebe nsọ nkem n'ofu mbọsi afu, metọ ubọsi sabat nkem-ga. 39 Makana ka fa gbusili umu-fa nye alusi-fa-ga, fa webia n'ebe nsọ nkem ofu mbọsi afu imetọ ya; ne, nọnwọ ka fa melu n'etiti unọm. 40 Nyelukwue unu ezigọ ka akpọlu uñu ndikom ndi si n'ebe telu aka bia: ndi nke ezigaluli onye ozi jeku, ne, fa webia; ndi iwulu aru-i maka fa, de ife n'anya-iga, welu ife ekike ke onwei; 41 iwenọdu ani n'ọmalica àkwà, nke tebel edozili di n'iru ya, nke idebelu ife ísì usọ nkem na manu nkem n'enu ya. 42 Onu ìgwè madu nọ n'aru-ofufo dinyelu ya: ewesi n'ọfia kwu ukiti kpọta ndi nkiti na ndi-ọlaka-manya; fa yibe umu-nwayi *nabọ* afu ife iyi n'aka n'aka-fa, na ọmalica okpu eze n'isi-fa. 43 Mwekwue maka nwayi nke kagolu nka n'iyi-ọyi, si, Kita ka fa gayiso ya ọyi, yanwa *ayiso fa*. 44 Fa webakulu ya, dika fa si abakulu nwayi nayi ọyi: nọfu ka fa si abakulu Ohola na Oholiba, umu-nwayi lulu inyi. 45 Ndi ezi omume, fanwa geji ikpe umu-nwayi nayi ọyi, na ikpe umu-nwayi ndi gbafulu ọbala, wekpe fa; makana fanwa bu ndi nayi ọyi, ọbala di azi n'aka-fa. 46 Makana nọnwọ ka Dinwenu-ayi

Jehofa kwulu: Agamakpogota nzuko imedide fa, agamewelu fa nye ka anebughali fa iru na azu kwalia fa. 47 Nzuko afu gatu fa nkpuma, welu nmà-fa gbue fa; fa gegbu umu-fa ndikom na umu-fa umu-nwayi, welu oku wesule uno-fa-ga. 48 Nonwo ka Mgesi me ka ife inyi kwusi n'ani afu, ka ewekuzielu umu-nwayi nine ka fa ghalu ime ka ife-inyi-unu si di. 49 Fa gakwu unu ugwo ife-inyi-unu, unu gebu njo alusi-unu-ga: unu gama azi na Munwa bu Dinwenu-unu Jehofa.

24 1 Ozo, n'aro nke-itenani, n'onwa nke-ili, n' *ubosi* nke-ili n'onwa, okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, delu onwei afa ubosi a, *obu nadu* nke ubosi tata: eze Babilon kpudebelu nso Jerusalem ofu mbosi a. 3 Tualu uno nanupu isi inu, si fa, Nonwo ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, Sikwasi ite, sikwasi ya, gbanye azi mili nime ya: 4 kponye okpulukpu-ya nime ya, *bú* okpulukpu obuna di nma, olu-ukwu, na olu-aka; kpojue ya n'okpukpu aroputalu. 5 Welu atulu aroputalu aroputa n'ìgwè atulu na ewu, fonye azi okpukpu n'ani ya: me ya ka ogbolu ofuma; eye, ka esie okpukpu-ya-ga n'etiti ya.

6 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nonwo, si: Afufu dili obodo obala, bú ite nke ncala-ya di nime ya, nke ncala-ya napuro na ya! weputa ya n'ibe n'ibe; nza obuna anwudero ya. 7 Makana obala-ya di n'etiti ya; odebelu ya n'enu nkpuma kwu nkiti; oruwusaro ya n'ani, ka ewelu etum wekpokpo ya; 8 edebelum obala-ya n'enu nkpuma kwu nkiti, ka eweghalu ikpokpo ya *etum;* ka oweme ka ajo iwe rogota ibo obò. 9 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nonwo, si: Afufu dili obodo obala! Munwa azi geme ka obo afu di

nuku. 10 Kpoṅye nku, me ka o̱ku sie ike, sie anu-*ya* o̱fuma, me ka o̱fe-*ya* lo̱ alo̱, ka esule azi o̱kpukpu afu-ga. 11 Emesia do̱ba ite nkiti n'enu opoto-o̱ku di ya, ka o̱wedi o̱ku, ka o̱na-ya wele o̱ku, inyi-ya azi ewegbaze nime ya, ka ewe-kpocapu ncala-ya. 12 O̱mego ka ike gwu *onweya* n'àkànyà: ma nuku ncala-ya esiro̱ n'aru-ya pua; ncala-ya *di* n'o̱ku. 13 Na nmelu-i ka ife inyi di: makana anucalum i ma anucapuro̱ i, amanucapu nmelu-i o̱zo̱, genye mgbe Mgeji mezu ajo̱ iwem n'ebe ino̱. 14 Munwa Jehofa ekwugo: o̱geme azi, agameme ya; Mmecigha azu, nke Mnarapu, nke Mnelogha; ka uzo̱-i si di-ga, na ka omume-i si di-ga, ka fa gekpe i ikpe, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

15 Okwu Jehofa webiakutem, si, 16 Nwa nke madu, ne, agamanapu i onye ife-ya naso̱ anya-i na ntumade: ma imeti obi nke inakwa ákwá, nke anya-mili nagba i. 17 Neze ume, delu du; akwa-nalu onye nwulu anwu ákwá, kedo ákwà-isi-i n'isi-i, yili akpukpo̱-ukwu-i n'ukwu-i, ekpucikwana egbugbele-o̱nu-i, elina nni nke madu. 18 Mwegwa ndi *Israel* okwu n'ututu; n'anyasi nwunyem nwu-ru: ci efo mweme etu esi wetilim iwu. 19 Ndi *Israel* wesim, Imegosi ayi isi ife ndia bu n'ebe ayi no̱, nginwa ji weme no̱fu? 20 Mwesi fa, Okwu Jehofa biakutelum, si, 21 Gwa uno̱ Israel, si, No̱nwo̱ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, aga-memeto̱ ebe nso̱ nkem, ngala nke ike-unu, ife naso̱ anya-unu, na nke nkpulu-obi-unu melu ebele; umu-unu ndikom na umu-unu umu-nwayi ndi unu rapulu n'azu gada na nmà. 22 Unu geme etu msi meli: unu amekpuci egbugbele-o̱nu-unu-ga, nke unu neli nni nke madu. 23 Akwa-isi-unu *go*

n'isi-unu, akpukpọ-ukwu-unu adi azi n'ukwu-unu: unu ameti obi nke unu nakwa ákwá; ma unu gata aru n'ajọ omume-unu, nasulita onweunu ude. 24 Nọnwọ ka Ezikiel gesi bulu unu ife arima; etu ife nine ọmelu nọfu ka unu geme: mgbe nka geji bia, unu ewemalu na Munwa bu Dinwenu-unu Jehofa.

25 Nginwa, nwa nke madu, ọmeme n'ubọsi Mgeji napu fa ike-fa, ngoli nke nmá-fa, ife nasọ anya-fa, na ife di fa n'obi, umu-fa ndikom na umu-fa umu-nwayi, 26 N'ofu mbọsi afu ka onye gbapulu agbapu gabiakute i, ka ọme ka iwelu nti-i wenulu ya? 27 N'ubọsi afu ka agasaghelu onye gbapalu agbapu ọnu-i, igekwu okwu, imabuzi ogbi ọzọ: iwebulu fa ife arima; fa gama azi na Munwa bu Jehofa.

25 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, do iru-i n'ebe umu Amon nọ, ka ima amuma medide fa: 3 si umu Amon, Nulunu okwu Dinwenu-ayi Jehofa; Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Makana ikwulu, Ehe, medide ebe nsọ nkem, mgbe eji metọ ya; na imedide ani Israel, mgbe eji me ya ka ọbulu nkpọnkpọ ani; na imedide unọ Juda, mgbe eji dọlu fa n'agha: 4 nyabu ne, agamaralu i nye n'aka umu iru-anya-anwu ka fa nwelu i, fa ọenye ikwu-fa n'etiti i, lua ebe-obibi-fa-ga n'etiti i; fanwa geli nkpulu-i; fanwa gala azi mili-ala-i. 5 Agameme ka Raba bulu unọ kamel-ga, umu Amon abulu ebe nmakpu ọgwè atulu na ewu: unu gama azi na Munwa bu Jehofa. 6 Makana nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Makana ikugo aka-i, zọ ukwu-i n'ani, ọnuliba na nneni nine nke nkpulu-obi-i medide ani Israel; 7 nyabu ne, esetipugom akam n'aru i,

agamaralu i nye ka ibulu mba-ga ife nkwali; agamebepu i n'etiti ndi *nine n'uwa*, me i ka ina n'iyi pua n'ani-ga: agamebibi i; igama azi na Munwa bu Jehofa.

8 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Makana Moab na Sia kwulu, si, Ne, unọ Juda di ka mba nine, 9, nyabu ne, agamesi n'obodo-ga, *bú* obodo-ya di-ga n'okè-ani-ya, *bú* otuto ani afu, Betjeṣimot, Beal-meon, na Kiriataim, 10 meghepulu umu iru-anya-anwu akuku Moab, *ije* medide umu Amon, agamenye fa ka fa bulu ife fa nwe, ka aghalu ilotanwozi umu Amon n'etiti mba-ga: 11 agamekpe Moab ikpe; fa gama azi na Munwa bu Jehofa.

12 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Makana Idom emedidego unọ Juda sitena ibọ ọbọ̀, ama azi ya ikpe agadaga, ọbọgo-azi-li onweya ọ́bọ̀ n'isi fa; 13 nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si, Agamesetipu akam n'aru Idom, bepu azi madu na anu nime ya: agamesi na Timan me ya ka ọtọgbọlu nkiti; fa gada na nmà ọbunadu genyena Didan. 14 Agamesi n'aka ndi nkem *bú* Israel webọ Idom ọ́bọ̀; fa geme n'Idom ka iwem na ọnumam si di: fa gama azi ọbọ nkem, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

15 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Makana ndi Filistia emego n'uzọ ọ́bọ̀, bọ ọ́bọ̀ n'ineni nke nkpulu-ọbi imebi ya n'ilo ebe-ebe; 16 nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si, Ne, agamesetipu akam n'aru ndi Filistia, ebepu ndi Keret, me ka ndi gbọputalu n'ọba-n'ani orimili nnu na n'iyi. 17 Agameji iba-nba ọnuma webọ fa nuku ọ́bọ̀; fa gama azi na Munwa bu Jehofa, mgbe Mgeji bọ fa ọ́bọ̀.

Digitized by Google

26 1 Oluzia n'aro nke-ili-na-ofu, n'*ubosi* nke-izizi n'onwa, okwu Jehofa biakutelum, si, 2 Nwa nke madu, makana Taia ekwugo okwu medide Jerusalem, si, Ehe, etikpolu ya *nke buli* onu-uzo-ilo ndi *nine n'uwa;* erughalili ya n'ebe mno: agameju eju, n'itogbolu-nkiti-ya: 3 nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nonwo, si: Ne, anamemedide i, ngi Taia, agameme ka otutu mba rogota imedide i, etu orimili nnu si eme ka akpoliya narogota. 4 Fa gemebi aja-odido Taia, tikpodalue uno-enu-ya-ga ani: agamakocapu azi etumya na ya, me ya nkpuma kwu nkiti. 5 Ogabu ebe igbasa agadabu-ga n'etiti orimili nnu; makana Munwa ekwugo, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: ogabulu azi mba-ga ife nkwali. 6 Umu-ada-ya ndi no nime ofia ka ageji nmà wegbu: fa gama azi na Munwa bu Jehofa. 7 Makana nonwo ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu; Ne, agameme ka Nebukadreza eze Babilon, eze ndi-eze, si n'Ugwu bia na Taia, ya na anyinya-ga, na ugbo-ani-ga, na ndi anyinya bu, na usu, na imelime madu. 8 Ogeji nmà wegbu umu-ada-i nime ofia: ogalu uno agha-ga medide i, tuba obo ife medide i, wenita ota-*ya* imedide i. 9 Ogadoba ife eji akwatu aja medide aja-i-ga, ogeji nmà-ya-ga wekwatu uno-enu-i-ga. 10 Sitena imelime anyinya-ya etum-fa gekpudo i: odido-aja-i-ga gamarube n'onu ndi anyinya bu, na nke wil-ga, na nke ugbo-ani-ga, mgbe ogeji bata n'onu-uzo-ilo-i-ga, dika abalu nime obodo nke agbowalu aja-ya. 11 Ogeji ikpata-ukwu anyinya-ya-ga wezoda ilo-i-ga: ogeji nmà wegbu ndi-i, ide nke ike-i gada n'ani. 12 Fa geme ka àkù-i bulu ife nkwali, fa gapulu i ife-itu-mgbele-i: fa gakwatu aja-i-ga, tikpo uno-i-ga nke naso i uso: fa

gatọgbọ nkpuma-i-ga na osisi-i awalu awa na ntaaja-i n'etiti mili-ga. 13 Agameme azi ka nkpọtu abu-i-ga kwusi; onu ubọ-akwala-i-ga ka amananu ọzọ. 14 Agameme ka ibulu nkpuma kwu nkiti: igabu ebe igbasa agadabu-ga: amalunwozi i ọzọ: makana Munwa Jehofa ekwugo, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

15 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa gwalu Taia, si: Agwe-etiti amamarube n'onu ọdida-i, mgbe ndi emelulu aru nasu ude, mgbe egbulu egbu n'etiti i? 16 Ndi-isi nine nke orimili nnu gesi azi n'ukpo-fa-ga zidata, ciruka otogbo-fa, yipu afefa eji ṅkà wekpa: fa gewelu ima-aru-nni yili; fa ganọ n'ani, nama aru nni mgbe nca ọbuna, neti nkpu maka i. 17 Fa gabu-azi-li i abù ákwá, si i, Nekene ka esi me ka ina n'iyi, ngi nke ndi nakpa n'orimili nnu bili, obodo anetoli eto, dili ike n'orimili nnu, yanwa na ndi bi nime ya, ndi melu ka egwu-fa tuba ndi nine bili nime ya! 18 Kita ka ọba-n'ani orimili nnu gamarube n'ubọsi ọdida-i; eye, obi ọba-n'ani di-ga n'orimili nnu gemebi na nniri-i. 19 Makana nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Mgbe Mgeji me i obodo tọgbọlu nkiti, dika obodo afu-ga nke madu nebirọ; mgbe Mgeme ka ogbu mili rọgokuta i, nuku mili-ga ekpudo i; 20 mgbe afu agameme ka izida ngi na ndi nezida n'onunu, ijeku ndi gbo, agameme ka ibi n'ọmu-ani uwa, n'ebe tọgbọ-ga-lu nkiti sitena ọge gbo, ngi na ndi nezida n'onunu, ka aghalu ibi nime i; agametinye otuto n'ani ndi di ndu: 21 agameme ka ibulu akpajiji, imadinwozi ọzọ: ọbulugodu na anaco i, ma amafunatazi i ọzọ ebeebe, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

Digitized by Google

27 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nginwa, nwa nke madu, bualu Taia abù ákwà; 3 si Taia, Ngi onye bi na nbata orimili nnu, onye nazulu ndi *nine n'uwa* afia n'imelime ọba-n'ani orimili nnu, nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, si: Nginwa, Taia, ekwugo, si, Munwa mazulu nma. 4 Okèani-i di-ga n'ọmu-ani orimili nnu, ndi luli i unọ emego ka nmá-i zue oke. 5 Fa si na Sina welu osisi fia iwa ibe-mgbo-i: fa esigo na Lebanon wewelu sida wemelu i akpu ugbọ. 6 Fa ji oak nke Beṣan wepi amala-i-ga; fa ewelugo ọdú na osisi boks weme ọce-i-ga, sitena agwe-etiti-ga nke Kitim. 7 Eji ọmalica akwa ọca na akwa eji ńkà wekpa si n'Ijipt puta wemebe ákwà-ifufe-i, ka ọwebulu i ọkọlọtọ; anunu na ododo nke si n'ọba-n'ani orimili nnu nke Elaiṣa buli akwa-ndọ-i. 8 Ndi bi na Zaidon na Afad bu ndi-amala-i: ndi-amamife-i, ngi Taia, di nime i, fanwa bu ndi negosi ugbọ-i-ga uzọ. 9 Ndi-ikenye Gibal na ndi-amamife-ya nọ nime i bulu ndi nakwuci ọghele ugbọ-i: ugbọ nine nke orimili nnu na ndi-ọlu-fa nine nọ nime i ine ife-afia-i anya. 10 Pasia na Lud na Put nọ n'usu ndi agha i, ndi-agha-i: fa kobelu ọta na okpu agha nime i; fa negosi nmá-i. 11 Ndi Afad na usu ndi agha i nọ n'enu odido-aja-i-ga okilikili, Gamadim nọ n'unọ-enu-i-ga: fa kobesili ọta-fa n'enu aja-i-ga okilikili; fanwa emego ka nmá-i zue oke. 12 Taṣiṣ buli onye nazulu i afia maka ifi imelime àkù di n'ice n'ice; fa ji ọna-ọca, na ígwè, na gbamgbam, na ọze, wenazulu ife-afia-i: 13 Jefan, na Tubal, na Miṣek, fanwa bu ndi-afia-i-ga: fa ji madu na ife ọna-ọku zulu ife-afia-i. 14 Ndi unọ Togama citalu anyi-'a na anyinya agha na miul iji zulu ife-afia-i.

15 Ndi Dedan buli ndi-afia-i: imelime ọba-n'ani orimili nnu bu afia aka-i: fa butalu i ọdú na eboni dika ife utu. 16 Siria buli onye nazulu i afia maka imelime ife imelu *ile ele:* fa ji nkpuma emerald, na ododo, na ife eji ńkà wekpa, na ọmalica ákwà ọca, na erulu, na rubi, wezulu ife-afia-i. 17 Juda, na ani Israel, fanwa bu ndi-afia-i: fa ji okili nke Minit, na panag, na manụ-anwu, na manu, na *ọgwu* bam, wenazulu ife-afia-i. 18 Damaskọs buli onye nazulu i afia maka imelime ife imelu *ile ele,* maka ifi imelime akù di n'ice n'ice; nazu manya Helbon, na aji anu di ọca. 19 Fedan na Jefan ji owulu azulu ife-i: ígwè ọca, na kasia, na kalamọs, di n'etiti ife-afia-i. 20 Dedan buli onye nazulu i ákwà di-ga oke ọnu igbakwasi n'enu anyinya. 21 Arebia, na ndi-isi nine nke Kida, fanwa bu ndi-afia aka-i; n'umu atulu, na ebunu-ga, na ewu-ga, n'ife ndia ka fa bu ndi-afia-i. 22 Ndi-afia Ṣiba na Reama, fanwa bu ndi-afia-i: fa nazulu ife-afia-i n'uda nine kasi nma, na nkpuma nine di oke ọnu, na ọna-edo. 23 Heran na Kane na Iden, ndi-afia nke Ṣiba, Aṣua *na* Kilmad, bu ndi-afia-i. 24 Ndia bu ndi-afia-i n'ife di-ga oke ọnu, n'unọ ákwà anunu na ákwà eji ńkà wekpa, na akpati-ga nke ọmalica afe, eji udọ fiedo welu azi sida wepia fa, *di* n'etiti ife-afia-i. 25 Ugbọ-ga nke Taṣiṣ akwalugo ife-afia-i: ijulu eju, ewenye i otuto agadaga n'ọmu-ani orimili nnu-ga. 26 Ndi nanya i ewetago i na nuku mili-ga: ifufe nke iru-anya-anwu etiwago i n'etiti orimili nnu-ga. 27 Àkù-i, na ife inazuta, na ife-afia-i, na ndi-ọlu-ugbọ-i, na ndi negosi ugbọ-i-ga uzọ, na ndi na-akwuci ọghele ugbọ i, na ndi nene ife-afia-i anya, na ndi-agha-i nine di nime i, na usu-i nine nke di

n'etiti i, gadaba n'ọmu-ani orimili nnu-ga n'ubọsi nbibi-i. 28 N'onu nkpu nke ndi negosi ugbọ-i-ga uzọ ebili gama. 29 Ndi nine nanya amala, na ndi-ọlu-ugbọ, na ndi nine negosi ugbọ uzọ nke orimili nnu, gesi n'ugbọ-fa zidata, fa gakwu n'enu ani afu, 30 me ka anu onu-fa n'isi i, kwa ajọ ákwá, kpokwasi etum n'isi-fa, tulu onwefa na ntu: 31 kọlu i isi nkpukpuya, fielu akwa uju, kwalu i ákwá na nkpulu-obi inu n'iru-uru nke di inu. 32 N'ikwa-ákwá-fa ka fa gabulu i abù ákwá, nabulu i abù ákwá, *si*, Onye di ka Taia, dika onye emelu ka ọdelu du n'etiti orimili nnu? 33 Mgbe ife-afia-i putalu n'etiti orimili nnu-ga, imelu ka afọ ju imelime ndi *ọzọ-ga;* imelu ka eze di-ga n'uwa bue ọgalanya n'imelime àkù-i na ife-afia-i. 34 N'ọge eji tikpọ i sitena orimili nnu. n'ogbu mili-ga, ife-afia-i na usu-i nine dalu n'etiti i. 35 Itulu ndi nine bi n'ọba-n'ani orimili nnu n'anya, agadaga ujọ ghọlu ndi-eze-fa, iru-fa gbalusia. 36 Ndi afia nọ n'etiti ndi *ọzọ-ga* gama i ọsọ; ibulugo akpajiji, imadinutazi ọzọ ebe-ebe.

28 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, gwa onye-isi Taia, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Makana ebunigo obi-i enu, ikwugo azi, si, Munwa bu cuku, anọm n'ọnọdu Cuku, n'etiti orimili nnu-ga; ma nginwa bu madu, iburọ Cuku, ọbu ezie na imelu obi-i ka ọdi ka obi Cuku: 3 ne, nginwa nwekalili Daniel n'amamife; ọnwerọ ife nzuzo nke fa gezobelu i: 4 sitena amamife-i site azi na nghọta-i ilutagolu onwei àkù, nata azi ọna-edo na ọna-ọca n'unọ-aku-i-ga: 5 sitena nuku amamife-i site azi n'izu-afia-i ka iji weme ka àkù-i bawanye, ebunili obi-i enu maka ifi àkù-i: 6 nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Makana

imelu obi-i dika obi Cuku ; 7 nyabu ne, agameme ka ndi-ọbia dakwasi i, ndi di egwu n'etiti mba-ga : fa gamiputa nmà-fa-ga imedide nmá nke amamife-i, fa gemetọ ọmùmù-i. 8 Fa gewedata i n'onunu ; iganwu ọnwu ndi egbulu egbu, n'ọmuani orimili nnu-ga. 9 Iganekwulili n'iru onye gbulu i, si, Munwa bu Cuku ? ma nginwa bu madu, iburọ Cuku, n'aka onye nemetọ i. 10 Iganwu ọnwu ndi neberọ ugwu n'aka ndi-ọbia : makana Munwa ekwugo, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

11 Okwu Jehofa webiakutem, si, 12 Nwa nke madu, bualu eze Taia abù ákwá, si ya, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu : Nginwa namacita ọnuọgu, ijulu n'amamife, mazue azi nmá. 13 Inọli n'Iden *bú* ugbo Cuku ; nkpuma ọbuna di oke ọnu bu ife-ngbodo-i, sadiọs, na topaz, na daiamond, na beril, na oniks, na jaspa, na safaia, na emerald, na Kabọnkel, na ọna-edo : ọlu alulu nke *egwú* timbrel-i na ọja-i di nime i ; n'ubọsi ekelu i ka akwadebesili fa. 14 Nginwa bu cerub afu etelú ude nke negbodo egbodo : Mwedọba i, iwenọdu n'ugwu nsọ nke Cuku ; ikpaghaligo n'etiti nkpuma ọku. 15 Nginwa zulu oke n'uzọ-i-ga sitena ubọsi ekelu i, genye n'*ubọsi* afulu ajọ omume nime i. 16 Sitena imelime izu-afia-i fa julu n'etiti i n'ife-ike, imego azi njọ : nya ka Mji wesi n'ugwu Cuku tuputa i dika ife metọlu emetọ ; emegom i ka ina n'iyi, ngi cerub nke negbodo egbodo, pua n'etiti nkpuma ọku. 17 Obi-i ka ebunili enu maka ifi nmá-i, imego ka amamife-i le ule maka ifi ọmùmù-i : aturagom i n'ani, atọgbọgom i n'iru ndi-eze, ka fa wefu i. 18 Sitena imelime ajọ omume-i, n'ife neloro elo nke izu-afia-i, imetọgo ebe nsọ nk'

i-ga; Mweme ka ọku si n'etiti i puta, nke afu alacapugo i, emegom ka ibulu ntu di n'ani n'anya ndi nine fulu i. 19 Igatu ndi nine malu i n'etiti ndi *ọzọ-ga* n'anya: ibulugo akpajiji, imadinutazi ọzọ ebe-ebe.

20 Okwu Jehofa webiakutem, si, 21 Nwa nke madu, do iru-i na Zaidon, ma amuma medide ya, 22 si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, anamemedide i, ngi Zaidon; agenyem otuto n'etiti i: fa gama azi na Munwa bu Jehofa, mgbe Mkpesili ikpe nime ya, edosiam nsọ nime ya. 23 Makana agamezita ajọ ọya na ọbala nime ya n'ilo-ya-ga; ndi emelulu aru gada n'etiti ya, ebe nmà di n'isi ya n'akuku nine; fa gama azi na Munwa bu Jehofa. 24 Ọkilika nadu adu ọbuna amadizili unọ Israel ọzọ, nke ogwu newuta ewuta nadi na ndi nine birubelu fa, nke nenili fa; fa gama azi na Munwa bu Dinwenu-fa Jehofa.

25 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ka Mkpọputasia unọ Israel n'etiti ndi afu bu ndi acusalu fa n'etiti fa, edosiam nsọ nime fa n'anya mba-ga, fa gebi azi n'ani-fa nke Mnyelu odibom Jekob. 26 Fa gebi n'aru-ofufo nime ya; eye, fa galu unọ-ga, gbue ugbo fain-ga, bi n'aru-ofufo; mgbe Mkpesili ndi nine nenili fa ikpe okilikili; fa gama azi na Munwa bu Jehofa Cuku-fa.

29 1 N'arọ nke-ili, n'*ọnwa* nke-ili, n'*ụbọsi* nke-ili-na-ibọa n'ọnwa, okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, do iru-i imedide Fero eze Ijipt, ma amuma medide ya, medide azi Ijipt nine: 3 kwue, si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, anamemedide i, Fero eze Ijipt, nuku dragon nke dina n'etiti orimili-ya-ga, nke kwulu, si, Orimilim bu nkem, munwa melu

ya n'onwem. 4 Agametinye ukpo-ga n'agba-i-ga, me ka azù orimili-i-ga lakudo n'akpilikpa-i-ga; agamewenita i enu n'etiti orimili-i-ga, ngi na azù nine nke orimili-i-ga nke lakudolu n'akpilikpa-i-ga. 5 Agamatọgbọ i n'ọfia kwu nkiti rapu i, ngi na azù nine nke orimili-i-ga: igada n'ọzala; ọnwerọ ka agewekọba i, nke anatutu i: ewelugom i nye anu ọfia di-ga n'uwa na anu-ufe nke enu-igwe ka ibulu nni-fa. 6 Ndi nine bi n'ani Ijipt gama azi na Munwa bu Jehofa, makana fa abulugo unọ Israel ọkpọsi *nke bu sọ* ami-agu. 7 Mgbe fa jidelu i n'aka, ikpajili, dọwa uku-ubu-fa nine: mgbe fa dabebelu i, ikpajie, me ka úkwù-fa nine kwulu. 8 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Ne, agameweta nmà n'isi i, bepu n'ebe inọ madu na anu. 9 Ani Ijipt gabu nkpọnkpọ ani na ebe tọgbọlu nkiti; fa gama azi na Munwa bu Jehofa: makana okwulu, Orimili bu nkem, munwa melu ya. 10 Nyabu ne, anamemedide i, nemedide orimili-i-ga, agameme ka ani Ijipt bulu ebe tọgbọsili nkiti nca na nkpọnkpọ ani, sitena Migdol genye na Sefene welue n'oke-ani Itiopia. 11 Ọnwerọ ukwu madu ọbuna gagafe ya, nke ukwu anumanu gagafe ya, nke anebi ya ọgu arọ nabọ. 12 Agameme ani Ijipt nkpọnkpọ ani n'etiti ani bu-ga nkpọnkpọ ani, obodo-ya-ga gabu nkpọnkpọ obodo ọgu arọ nabọ n'etiti obodo tọgbọ-ga-lu nkiti: agamacusa ndi Ijipt n'etiti mba-ga, kpasa fa n'ani-ga. 13 Makana nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: N'isi-njedebe ọgu arọ nabọ ka Mgekpokọputa ndi Ijipt n'etiti ndi afu-ga ebe acusalu fa: 14 agameme ka ndi Ijipt adọlu n'agha cigha, me fa ka fa cigha azu n'ani Patros n'ani ebe amulu fa; n'ebe afu ka fa gabu ani-e

di ani. 15 Ọgabu ani-eze dikalisili ani; omebunitazi onweya enu ọzọ n'enu mba-ga: agameme ka fa benata, fa amazọdazi mba-ga ọzọ. 16 Ọmabuzi ife unọ Israel gatukwasi ncekwube ọzọ, neme ka elota ajọ omume, mgbe fa rughalili ido fa iru: fa gama azi na Munwa bu Dinwenu-fa Jehofa.

17 Oluzia n'arọ nke-oru-na-isa, n'*ọnwa* izizi, n'*ubọsi* izizi n'ọnwa, okwu Jehofa biakutelum, si, 18 Nwa nke madu, Nebukadreza eze Babilon melu ka usu ndi-agha-ya fe nuku nru medide Taia: isi ọbuna ka emelu isi nkpoca, uku-ubu ọbuna ka ecifialu ecifia: ma ọnatarọ ugwọ ọbuna, nke usu ndi-agha-ya *nanata*, n'aka Taia, maka nru afu ọfelu medide ya: 19 nya ka Dinwenu Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Ne, agamewelu ani Ijipt nye Nebukadreza eze Babilon; ọgadọlu ìgwè ndi-ya, kwalia ife-ya, nutasia ife-ya n'agha; ọgabu ugwọ usu-ndi-agha-ya. 20 Enyegom ya-li ani Ijipt ka ọbulu ine-ọlu-ya na nru ọfelu, makana fa lulum ọlu, ka Dinwenu Jehofa kwulu.

21 N'ubọsi afu ka Mgeme ka ofu mpi puelu unọ Israel, agamenye azi i isa-ọnu n'etiti fa; fa gama azi na Munwa bu Jehofa.

30 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, ma amuma, si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Cibanu ákwá, Azigba ubọsi afu! 3 Makana ubọsi afu di nso, ọbunadu ubọsi Jehofa di nso, ubọsi ulukpu-ga; ọgabu ọge mba-ga. 4 Ofu nmà gadakwasi n'isi Ijipt, ife ngbu gadi n'Itiopia, mgbe ndi egbulu egbu gada n'Ijipt; fa gadọlu ìgwè ndi-ya n'agha, akwatue ntọ-ani-ya-ga. 5 Itiopia na Put, na Lud, na ndi nine gwalu ọgwa, na Kub, na umu ani nke àgbà, geso fa da na nmà.

Digitized by Google

6 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ndi kwadolu Ijipt azi gada, ngala nke ike-ya gezidata: sitena Migdol genye na Sefene ka fa gada nime ya sitena nmà, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 7 Fa gabu azi nkpọnkpọ n'etiti ani bu-ga nkpọnkpọ, obodo-ya-ga gadi n'etiti obodo tọgbọ-ga-lu nkiti. 8 Fa gama azi na Munwa bu Jehofa, mgbe Mji munyesia ọku n'Ijipt, tibepusia ndi nine nenyelu ya aka. 9 N'ubọsi afu ka ndi ozi gesi n'irum pua je n'ugbọ-ga iyi ndi Itiopia nọ n'aru-ofufo egwu; ife ngbu gadi n'aru fa, dika n'ubọsi Ijipt; makana, ne, ọbiana.

10 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Agameme azi ka ìgwè ndi Ijipt kwusi, n'aka Nebukadreza eze Babilon. 11 Yanwa na ndi-ya so ya, ndi di egwu n'etiti mba-ga, ka ageme ka fa bata imebi ani; fa gamiputa nmà-fa-ga imedide Ijipt, mejue ani na ndi egbulu egbu. 12 Agameme azi ka orimili-ga ta, le ani afu n'aka ndi ajọ madu; me ka ani afu bulu nkpọnkpọ ani, ya na ife julu ya, site n'aka ndi-ọbia: Munwa Jehofa ekwugo.

13 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Agameme azi ka alusi na n'iyi, me ka ife neloro elo kwusi na Nof; ọnwero onye-isi gesizi n'ani Ijipt puta: agametinye egwù n'ani Ijipt. 14 Agameme azi ka Patros me nkpọnkpọ, munye ọku na Zoan, kpe ikpe na No. 15 Agameruwusa azi ọnumam na Sin, *bú* iga Ijipt; bepu azi ìgwè ndi No. 16 Agamamunye azi ọku n'Ijipt; ife ngbu gegbu Sin agadaga, No ka agetikpọ: Nof *genwe* ndi nemedide ya n'ogonogo ubọsi nine. 17 Umuikolobia Afen na nke Pi-beset gada na nmà: agadolu obodo ndia n'agha. 18 Na Tehafnehes

ubọsi gagba azi ọcici, mgbe Mgakpaji n'ebe afu ukpako-onu-ọlu-ga nke Ijipt, ngala nke ike-ya akwusi na ya: yanwa, ulukpu gekpudo ya, agadọlu umu-ya umu-nwayi n'agha. 19 Nọnwọ ka Mgesi kpe ikpe n'Ijipt: fa gama azi na Munwa bu Jehofa.

20 Oluzia n'arọ nke-ili-na-ofu, n'*ọnwa* izizi, n'-*ubọsi* nke-isa n'ọnwa, okwu Jehofa biakutelum, si, 21 Nwa nke madu, akpajigom ọgwe-aka Fero eze Ijipt; ne, efiedorọ ya ka ewetinye ya ọgwu *iji zọ ya*, ka ewelu ákwà ọya wefiedo ya, ka owesie ike ijide nmà. 22 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Ne, anamemedide Fero eze Ijipt, agamakpaji ọgwe-aka-ya nabọ, ka nke sili ike, ka nke kpajili akpaji; agameme ka nmà dapu n'aka-ya. 23 Agamacusasi ndi Ijipt n'etiti mba-ga, kpasa fa n'etiti ani-ga. 24 Agamagba azi ọgwe-aka eze Babilon ume, tinye nmam n'aka-ya: ma agamakpaji ọgwe-aka Fero, ọgeji isu-ude nke onye emelulu ajọ aru wesu n'iru ya. 25 Agamagba ọgwe-aka eze Babilon ume, ma ọgwe-aka Fero gada; fa gama azi na Munwa bu Jehofa, mgbe Mgeji tinye nmam n'aka eze Babilon, ọgesetipu ya n'ani Ijipt. 26 Agamacusa azi ndi Ijipt n'etiti mba-ga, kpasa fa n'ani-ga; fa gama azi na Munwa bu Jehofa.

31 1 Oluzia n'arọ nke-ili-na-ofu, n'*ọnwa* nke-ito, n'*ubọsi* izizi n'ọnwa, okwu Jehofa webia-kutem, si, 2 Nwa nke madu, gwa Fero eze Ijipt, na ìgwè ndi-ya; Onye ka iyili na nuku-i? 3 Ne, Asiria buli sida na Lebanon nwelu ọmalica nga-daba-ga, nwe azi ndundu, solu ajọ ogonogo; ọnunu-ya di n'etiti ulukpu. 4 Mili bulu ya, ọgbu *mili* melu ka osonita: orimili-ya-ga nerurube ebe lu ife nke ya; owezipu uzọ-mili-ya-ga jelue

osisi nine nke di n'ọfia. 5 Nya ka eji me ka ogonogo-ya ka osisi nine nke di n'ọfia; ngadaba-ya bawanyelu, anaka-ya so-ga ogonogo maka ifi nuku mili-ga, mgbe oji waputa *fa*. 6 Nnunu nine nke enu-igwe naku akwu-fa n'enu ngadaba-ya-ga, n'okpulu anaka-ya ka anu ọfia nine muputalu umu-fa, n'okpulu ndo-ya ka nuku mba nine bili. 7 Ọwema nmá na nuku-ya, n'ogonogo nke anaka-ya-ga; makana nkpọlọgwugwu-ya di n'ikpele nuku mili-ga. 8 Sida di-ga n'ugbo Cuku ezoberọ ya: osisi fia eyirọ ngadaba-ya-ga, osisi plen adirọ ka anaka-ya-ga; nke osisi ọbuna di n'ugbo Cuku neyi ya na nmá-ya. 9 Emelum ya ka ọma nmá sitena imelime anaka-ya-ga: nyabu na osisi nine nke di n'Iden, nke di n'ugbo Cuku, nẹkwoso ya ekwolo.

10 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Makana isoka ogonogo, ọwedebe ọnunu-ya n'etiti ulukpu, ewebunie obi-ya n'ogonogo-ya; 11 agamewelu ya nye azi n'aka dike nke mba-ga; ọgemesolili ya: acupugom ya n'ilo maka ifi ifeọjọ-ya. 12 Ndi-ọbia ạzi, ndi di egwu n'etiti mba-ga, ebepugo ya, rapu ya: n'enu ugwu-ga na mgbulugudu nine azi ka anaka-ya danyegolu, anyakapu ngadaba-ya-ga n'uzọ mili nine nke ani; ndi nine n'uwa esigo na ndo-ya zida, rapu ya. 13 Nnunu nine nke enu-igwe gebi na nkpọnkpọ-*osisi*-ya, anu ọfia nine ganọ na ngadaba-ya-ga: 14 ka ofu efu n'osisi nine di n'ikpele mili-ga ghalu iwenita onweya enu n'ogonogo-ya, nke ọnedebe azi ọnunu-ya n'etiti ulukpu, nke ndi-dike-fa nakwu ọtọ n'ogonogo-fa, *ọbunadu* ndi nine nala mili: makana fa nine ka aralu nye n'ọnwu, n'akuku di n'okpulu ani, n'etiti umu madu, fa na ndi gbadạ' n'onunu.

Digitized by Google

15 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, si: N'ubọsi mgbe oji gbada na Ṣeol emelum ka akwalu ya ákwá: ekpucilim ya ogbu *mili*, Mgbocigha azi orimili *di-ga ya*, nuku mili di-ga ya wekwulu ofu ebe: Mweme ka Lebanon kwalu ya ákwá, ufu kpulu osisi nine nke di n'ọfia maka ifi ya. 16 Emelum ka mba-ga marube na nkpọtu ọdida-ya, mgbe Mmelu ya ka ọgbada na Ṣeol, ya na ndi gbadalu n'onunu: ewetasie osisi nine di n'Iden, ndi arọputalu arọputa kacasi azi nma na Lebanon, ndi nine nala mili, obi n'akuku di-ga n'okpulu ani. 17 Fanwa azi so ya gbada na Ṣeol jeku ndi eji nmà gbu; eye, ndi bu ọgwe-aka-ya, *ndi* bi n'okpulu ndo-ya n'etiti mba-ga.

18 Onye ka isi nọnwọ yi n'otuto na nuku n'etiti osisi di-ga n'Iden? ma agewedata ngi na osisi di-ga n'Iden n'akuku di-ga n'okpulu ani: igedina n'etiti ndi nebẹrọ ugwu, ngi na ndi nke eji nmà wegbu. Nka bu Fero na ìgwè ndi-ya nine, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

32 1 Oluzia n'arọ nke-ili-na-ibọa, n'ọnwa nke-ili-na-ibọa, n'*ubọsi* izizi n'ọnwa, okwu Jehofa webiakutẹm, si, 2 Nwa nke madu, bubalu Fero eze Ijipt abù ákwá, si ya, Iyili okolọbia agaba nke mba-ga: ma nginwa di ka dragon nke di nime orimili nnu-ga; igbawaputago, ngi na orimili-i-ga, iwewelu ukwu-i gbalu mili afu-ga, lue orimili-fa-ga inyi. 3 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Agamagbasa agadabum n'isi i sitena nzukọ ọtutu ndi *ọzọ-ga*, fa gọji agadabum wewenita i enu. 4 Agamatọgbọ i n'ani, tufue i n'ọzala, me ka nnunu nine nke enu-igwe bekwasi i, agameji i me 'a afọ ju anu di n'uwa nine. 5 Agamatọgbọ anu-'enu ugwu-ga, me ka ogonogo-i ju mgbulugudu.

6 Agameji azi ọbala-i wekwọwusa ani nke inegwu mili nime ya, welue n'enu ugwu-ga; igejuputa n'uzọ mili-ga. 7 Mgbe Mgeji menyu i, agamekpudo enu-igwe, me ka kpakpando di-ga ya gba ọcici; agameji ulukpu kpudo anya-anwu, ọnwa amenye ife-ya. 8 Ife nine nenye ife n'enu-igwe ka Mgeme ka fa gbakpo i ọcici, me ka ọcici gba n'ani-i, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 9 Agamakpasu azi obi ọtutu ndi *ọzọ-ga* iwe, mgbe Mgeji weta ntikpọ-i n'etiti mba-ga, n'etiti ani-ga nke inamarọ. 10 Eye, agameme ka itu ọtutu ndi *ọzọ-ga* n'anya, ndi-eze-fa gajọ agadaga ujọ maka i, mgbe Mgeji kpaba nmam n'iru fa; aru gama fa nni mgbe ọbuna, ebe onye anọna maka ndu-ya, n'ubọsi ọdida-i. 11 Makana nonwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Nmà nke eze Babilon gabiakwasi i. 12 Nmà-ga nke ndi-dike ka Mgeji me ka ìgwè ndi-i da; fa nine bu ndi di egwu n'etiti mba-ga: fa gemebi ngala Ijipt, ìgwè ndi-ya nine ka agebibi. 13 Agameme azi ka anumanu di-ga ya na n'iyi n'ikpele nuku mili-ga; ukwu madu amagbalu fa ọzọ, nke ikpata-ukwu anumanu nagbalu fa. 14 Mgbe afu ka Mgeji me ka mili-fa do, me ka orimili-fa neru ka manu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 15 Mgbe Mgeji me ka ani Ijipt me nkpọnkpọ ani nke tọgbọlu nkiti, ani gba aka n'ife julu ya-li, mgbe Mgeji tigbu ndi nine bi ya, fa gama azi na Munwa bu Jehofa. 16 Nka bu abù ákwá afu fa gabu; umu-ada mba-ga geji ya bu abù ákwá: fa geji ya bulu Ijipt, na ìgwè ndi-ya nine, abù ákwá, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

17 Oluzia n'arọ nke-ili-na-iboa, *n'ubọsi* nke-ili-naise n'ọnwa, okwu Jehofa webiakutem, si, 18 Nwa nke madu, cibalu ìgwè ndi Ijipt ákwá, me ka

gbada, *ọbunadu* yanwa, na umu-ada mba amalu afa-fa, n'akuku di-ga n'okpulu ani, fa na ndi nagbada n'onunu. 19 Onye ka imakalili na nmá? gbada, ka atọgbọ ngi na ndi neberọ ugwu. 20 Fa gada n'etiti ndi eji nmà wegbu: aralugo ya nye na nmà: kpupu ya na ìgwè ndi-ya nine. 21 Ndi sili ike n'etiti ndi-dike gesi n'etiti Ṣeol gwa ya okwu ya na ndi nenyelu ya aka: fa agbadago, fa dina du, *ọbunadu* ndi neberọ ugwu, eji nmà wegbu. 22 Aṣua nọ n'ebe afu ya na usu-ya nine; ini-ya dirube-ga-lu ya okilikili: fa nine ndi egbulu egbu, ndi dalu na nmà: 23 ndi edebelu ini-fa n'ọmu-ani onunu, usu-ya nọrubelu ini-ya okilikili: fa nine ndi egbulu egbu, ndi dalu na nmà, nke melu ka ajọ egwu tuba n'ani ndi di ndu. 24 N'ebe afu ka Ilam na ìgwè ndi-ya nine nọrubelu ini-ya okilikili: fa nine ndi egbulu egbu, ndi dalu na nmà, nbi gbadalu n'akuku di-ga n'okpulu ani nébe ugwu, ndi melu ka ajọ egwu-fa tuba n'ani ndi di ndu, bulu ifele-fa solu ndi gbadalu n'onunu. 25 Fa edebegolu ya àkwà n'etiti ndi egbulu egbu na ìgwè ndi-ya nine; ini-ya dirube-ga-lu ya okilikili: fa nine bulu ndi neberọ ugwu, ndi eji nmà gbu; makana emelu ka ajọ egwu-fa tuba n'ani ndi di ndu, fa bulu ifele-fa solu ndi gbadalu n'onunu: etinyelu ya n'etiti ndi egbulu egbu. 26 N'ebe afu ka Meṣek, Tubal, na ìgwè ndi-ya nine di; ini-ya dirube-ga-lu ya okilikili: fa nine bu ndi neberọ ugwu, ndi eji nmà wegbu; makana fa melu ka ajọ egwu-fa tuba n'ani ndi di ndu. 27 Fa amedinanyelu ndi-dike ndi si n'etiti ndi neberọ ugwu da, ndi ci ife-agha-fa gbada na Ṣeol, tukwasi nmà-fa n'okpulu isi-fa, ajọ omume-fa di n'enu ọkpukpu-fa-ga; makana *fa buli* ajọ egwu

ndi-dike n'ani ndi di ndu. 28 **Ma agetili nginwa** n'etiti ndi neberọ ugwu, igedinanyelu ndi eji nmà wegbu. 29 N'ebe afu ka Idom nọ, ndi-eze-ya na ndi-isi-ya nine, ọbu ezie na fa di ike ma atọgbọlu fa na ndi eji nmà wegbu : fanwa gedinanyelu ndi neberọ ugwu, na ndi gbadalu n'onunu. 30 N'ebe afu ka ndi-isi Ugwu nọ, fa nine, na ndi Zaidon nine, ndi solu ndi egbulu egbu wegbada ; ifele neme fa n'ajọ egwu fa melu ka ọtuba sitena ike-fa ; fa ḍina nébe ugwu, fa na ndi eji nmà wegbu, fa bu ifele-fa fa na ndi gbadalu n'onunu. 31 Fero gafu fa, agatasi ya obi n'ìgwè ndi-ya nine : *ọbu-nadu* Fero na usu ndi-agha ya nine, eji nmà wegbu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 32 Makana etinyegom ajọ egwu-ya n'ani ndi di ndu : agatọ-gbọ ya n'etiti ndi neberọ ugwu, fa na ndi eji nmà gbu, *ọbunadu* Fero na ìgwè ndi-ya nine, ka Di-nwenu-ayi Jehofa kwulu.

33 1 Okwu Jehofa-webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, gwa umu ndi-i, si fa, Mgbe Mwetalu nmà n'ani, ọbuluna ndi ani afu ewelu ofu madu nime fa, debe ya ka ọbulu onye-nce-fa : 3 ọbuluna, mgbe ọfulu nmà ka ọnabiakwasi ani afu, ogbue opi, dọ ndi afu nti ; 4 onye ọbuna nulu onu opi afu, ma ọnaluro idọ-nti afu, ọbuluna nmà afu abia, wepu ya, ọbala-ya gadi n'isi-ya. 5 Ọnulu onu opi afu, ma ọnaluro idọ-nti afu ; ọbala-ya gadi n'isi ya : ma asina yanwa nalu idọ-nti afu ọkeme ka nkpulu-obi-ya pua ya. 6 **Ma** ọbuluna onye nce afu afu nmà ka ọbialu, ma ogburọ opi, nke anadọ ndi afu nti, nmà abia, welu onye ọbuna n'etiti fa ; ewepulu onye afu nime ajọ omume-ya, ma agamaju ase ọbala-ya n'aka onye

nce afu. 7 Nyabu nginwa, nwa nke madu, edebegom i ka ibululu unọ Israel onye nce; nyabu nulu okwu n'ọnum, dọlum fa nti. 8 Mgbe Mgwalu onye ọjọ, Ngi onye ọjọ, iganwulili, ma ikwurọ okwu idọ onye ọjọ nti ka osi n'ajọ uzọ-ya puta; onye ọjọ afu ganwu n'ajọ omume-ya, ma ọbala-ya ka Mgaju ase n'aka-i. 9 Ma, ọbuluna nginwa adọ onye ọjọ nti maka uzọ-ya ka osi nime ya cigha, ma osirọ n'uzọ-ya cigha; onye afu ganwu n'ajọ omume-ya, ma nginwa anaputago nkpulu-ọbi-i.

10 Nginwa, nwa nke madu, gwa unọ Israel, si: Nọnwọ ka unu kwulu, si, Nmefie-ayi na njọ-ayi di-ga n'isi ayi, ayinwa nata aru nime fa; kezi ka ayi gesi di ndu? 11 Si fa, Etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, Ọnwu onye ọjọ adasọm; kama ka onye ọjọ si n'uzọ-ya cigha di ndu: cighanu, sinu n'ajọ uzọ-unu-ga cigha; makana ọbu ginizi ka unu geji nwu, unu unọ Israel? 12 Nginwa, nwa nke madu, gwa umu ndi-i, Ezi omume onye ezi omume amanaputa ya n'ubọsi njefie-ya; ife ọjọ nke onye ọjọ, ọmada nime ya n'ubọsi osi n'ife-ọjọ-ya cigha: nke onye ezi omume nenwe ike idi ndu nime ya n'ubọsi ọmelu njọ. 13 Mgbe Msi onye ezi omume, na ọgadilili ndu; ọbuluna yanwa ecekwube ezi omume-ya, mebe ife neloro elo, amelota ofu efu n'ezi omume-ya; ma n'ajọ omume-ya nke ọmelu, nime ya ka ọganwu. 14 Ọzọ, mgbe Msi onye ọjọ, Iganwulili; ọbuluna osi na njọ-ya cigha, kpebe ikpe *kwu ọtọ* mebe azi ezi omume; 15 ọbuluna onye ọjọ enyecigha ife edolu n'ibe n'aka-ya, nyecigha ife ọnatalu na npum, nakpaghali n'ukpulu-ga nke ndu, ghalu ime ajọ omume; ọgadilili ndu, ọmanwu. 16 Ame-ta ofu efu nime njọ-ya nke ọmelu iji wemedide

ya: ọkpego ikpe *kwu ọtọ* me ezi omume; ọgadilili ndu. 17 Ma umu ndi-i si, Uzọ Dinwenu-ayi araro nranya: ma fanwa, uzọ-fa araro nranya. 18 Mgbe onye ezi omume si n'ezi omume-ya cigha, mebe ajọ omume, ọganwu azi nime fa. 19 Mgbe onye ọjọ si n'ife-ọjọ-ya cigha, kpebe ikpe *kwu ọtọ* mebe ezi omume, yanwa geji maka ya di ndu. 20 Ma unu si, Uzọ Dinwenu-ayi araro nranya. Unu unọ Israel, agamekpe unu n'ofu n'ofu ka uzọ onye si di.

21 Oluzia n'aro nke-ili-na-iboa nke adọlu ayi n'agha, n'*ọnwa* nke-ili, n'*ubọsi* nke-ise n'ọnwa, ofu onye nke sigolu na Jerusalem gbaputa biakutem, si, Etikpọgo obodo. 22 Ma aka Jehofa adakwasi-gomli n'anyasi, tupu onye gbaputalu abia; Ọsaghegoli ọnum, genye na mgbe ọbiakutelum n'ututu; ewesaghe ọnum, mweghalu ibuzi ogbi ọzọ. 23 Okwu Jehofa webiakutem, si, 24 Nwa nke madu, ndi bi n'ebe afu tọgbọ-ga-lu nkiti n'ani Israel nekwu, si, Abraham buli ofu, ọweketa ani afu; ma ayinwa rili nne; enyelu ayi ani ka ọbulu ùkwù. 25 Nya ka igeji si fa, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Unu neli *anu* na ọbala, wenita anya-unu *ne* alusi-unu-ga, nagbafu ọbala: unu genwelu ani afu ka? 26 Unu kwu na nmà-unu, unu neme ife alu, unu nemelu nwunye ibe-unu n'ofu n'ofu: unu genwelu ani afu ka? 27 Nọnwọ ka igasi fa, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Etu Munwa difu ndu, ezie ndi nọ n'ebe tọgbọ-ga-lu nkiti gada na nmà, onye nọ n'ọzala ka Mgewelu nye anu ọfia ka fa lie ya, ndi nọ n'ebe sili ike na ugbò ganwu n'ajọ oya. 28 Agameme ani-*fa* nkpọnkpọ na ife iti-nkpu, ngala nke ike-ya ga-kwusi: ugwu di-gà n'Israel gabu nkpọnkpọ, ofu efu

amagafe. 29 Fa gama azi na Munwa bu Jehofa, mgbe Mji me ani afu nkpọnkpọ na ife iti-nkpu, maka ifi ife-alu-fa nine nke fa melu. 30 Nginwa, nwa nke madu, umu ndi-i nekwu maka i n'ikpele aja-odido-ga n'ọnu-uzọ unọ-ga azi, nagwalita ibefa okwu, ebe onye anọna *ọnagwa* nwa-nne-ya, si, Biko, bianu, nulu ife bu okwu nke si n'ọnu Jehofa puta. 31 Fa webiakute i dika ndi *Israel* si abia, fa nọdu n'ani n'iru i dika ndi nkem, fa wenu okwu-i-ga, ma fa ademe fa: makana fanwa ji ọnu-fa egosi imelime ifu-n'anya, ma obi-fa nejeso elele-fa. 32 Ne, inọ n'etiti fa dika abù usọ nke onye nwelu onu nasọ usọ, nke nakpọ azi ubọ ọfuma: makana fa nanu okwu-i-ga, ma fa ademe fa. 33 Mgbe nka geme, (ne, ọbiana,) fa gama azi na amuma anọgo n'etiti fa.

34 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, ma amuma medide ndi-ọzùzù *atulu bú* Israel, ma amuma, si fa, ọbunadu ndi-ọzùzù atulu, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Afufu dili ndi-ọzùzù *atulu bú* Israel ndi nazu onwefa! ndi-ọzuzu atulu amazu atulu ka? 3 Unu neli abuba, welu aji neyikpo onweunu, negbu nke nwelu abuba; ma unu adazu atulu. 4 Unu enyerọ ndi naya ọya ume, nke unu nazọ nke aru nwulu, nke unu nefiedo nke kpajili akpaji, nke unu newecigha nke acufulu acufu ọzọ, nke unu nacọ nke fululi efu; ma unu ji ike na nmegbu nazọli fa. 5 Acusalu fa acusa, makana ọnwerọ onye nazu *fa:* fa webulu ife olili nke anu ọfia nine, ewecusa fa. 6 Atulum nefughali-ga n'ugwu nine, na enu ngongo nine di enu: eye, acusalu atulum-ga n'enu uwa nine; ma ọnwerọ ofu onye efu naju ase nacọ *fa.* 7 Nyabu, unu ndi nazu azu, nulunu okwu Jehofa: 8 Etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-

ayi Jehofa kwulu, ezie ebe atulum bu-ga ife nkwali, atulum bulu ife olili nke anu ọfia nine, maka ifi na onye nazu *fa* adiro, nke ndi-ọzuzu-atulum naju ase atulum-ga, ma ndi-ọzuzu atulu nazu onwefa, fa adazu atulum; 9 nyabu, unu ndi nazu atulu, nulunu okwu Jehofa; 10 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, anamemedide ndi nazu atulu; agamaju ase atulum-ga n'aka-fa, kwusi fa n'izu atulu; ndi-ọzùzù atulu amazuzi onwefa ọzọ; agamanaputa fa atulum n'ọnu-fa, ka fa ghalu ibulu fa ife olili. 11 Makana nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, Mu n'onwem gaju ase atulum, cọputa fa. 12 Dika onye nazu atulu si acọputa ìgwè atulu ya n'ubọsi ọnọ n'etiti atulu-ya acusalu acusa, nọfu ka Mgesi cọputa atulum-ga; agamanaputa fa n'ebe nine acusalu fa n'ubọsi ulukpu na oke ọcici. 13 Agameme ka fa si n'etiti ndi ọzọ-ga puta, kpoputa fa n'ani *ọzọ*-ga, me ka fa bia n'ani-fa; agamazu fa n'enu ugwu-ga nke Israel, n'ikpele uzọ-mili-ga, na ebe obibi nine nke ani afu. 14 Agamazu fa n'ezigbo ebe-ita-nni, n'enu ugwu-ga nke ebe di enu nke Israel ka unọ-fa gadi: ebe afu ka fa gedina ani n'ezigbo unọ, agazu fa n'ebe-ita-nni di nma n'enu ugwu-ga nke Israel. 15 Mu n'onwem gazu atulum, Munwa geme ka fa dina ani, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 16 Agamacọ nke fulu efu, wecigha nke acufulu acufu ọzọ, fiedo nke kpajili akpaji, nye nke aru nanwu ume: nke malu abuba na nke di ike ka Mgebibi; agamazu fa n'ikpe. 17 Ununwa, ìgwè atulum, nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, ekpelum ikpe n'etiti anu na anu, ka ebunu ka nkpi. 18 Ọbu ọbele ife n'anya-unu na azulu unu n'ezigbo ebe-ita-nni, ma unu nazọda nke fọ-

dulu n'ebe-ita-nni-unu n'ukwu-unu ka? na unu alago azi mili dolu edo, ma unu nagbalu nke fodulu n'ukwu-unu? 19 Atulum, fa neli ife nke unu zolu ukwu, fa nala ife nke gbalulu n'ukwu-unu.

20 Nya ka Diuwenu-ayi Jehofa ji gwa fa nonwo, si: Ne, Mu n'onwem gekpe ikpe n'etiti anu malu abuba na anu talu aru. 21 Ebe unu ji akuku na uku-ubu nuruka, unu ji mpi-unu soruka ndi nine naya oya, unu wecusasia fa; 22 nyabu na agamazoputa ìgwè-atulum, fa amabuzi ife nkwali ozo; agamekpe azi ikpe n'etiti anu na anu. 23 Agamakwuba ofu onye nazu atulu n'isi fa, ogazu fa, *bú* odibom Defid; yanwa gazu fa, yanwu gabu onye nazu fa. 24 Munwa Jehofa gabu Cuku-fa, odibom Defid gabu isi n'etiti fa; Munwa Jehofa ekwugo. 25 Mu na fa geme àgbà ndokwa, agameme ka ajo anu kwusi n'ani afu: fa gebi n'aru-ofufo n'ofia kwu nkiti, nalaru n'ugboko. 26 Agameme fa na ebe dirube-ga-lu ngongom okilikili ka fa bulu ife ngozi; agameme ka nsansa mili zo n'oge-ya; nsansa mili ngozi gadi-ga. 27 Osisi nke di n'ofia gami nkpulu-ya, ani gamasi ife nmasi ya, fa gano n'aru-ofufo n'ani-fa; fa gama azi na Munwa bu Jehofa, mgbe Mtijipugolu nga nke ukpako-onu-olu-fa, naputa fa n'aka ndi melu fa ka fa bulu ìrù-fa. 28 Fa amabuzi ife nkwali nke mba-ga, nke anu di n'uwa geli fa; ma fa gebi n'aru-ofufo, onye obuna ameyi fa egwu. 29 Agamewenitalu fa ife okuku nke amalu afa-ya, ugani amekpocapu fa ozo n'ani, nke fa nebu ifele nke mba-ga ozo. 30 Fa gama azi na Munwa Jehofa Cuku-fa nonyelu fa, na fanwa, *bú* uno Israel, bu ndi nkem, ka Diuwenu-ayi Jehofa ulu. 31 Ununwa atulum, atulu nke ebe-ita-

nnim, bu madu, Munwa bu Cuku-unu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

35 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, do iru i imedide ugwu Sia, ma amuma medide ya, 3 si ya, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, anamemedide i, ngi ugwu Sia, agamesetipu akam imedide i, me ka ibulu nkpọnkpọ ebe na ife iti-nkpu. 4 Agameme ka obodo-i tọgbọ-ga-lu nkiti, nginwa gabu nkpọnkpọ ebe; igama azi na Munwa bu Jehofa. 5 Ebe ibugolu onye-ilo ebe-ebe, welu umu Israel nye n'aka nmà n'ọge nuku afufu-fa, n'ọge ajọ omume nke isi-njedebe: 6 nyabu, etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, agameme i ka ibulu sọ ọbala, ọbala ganacu i: ebe inakpọrọ ọbala asi, nyabu na ọbala gacu i. 7 Nọnwọ ka Mgeme ka ugwu Sia bulu ife iti-nkpu na nkpọnkpọ ebe; agamebepu nime ya onye gafelu nime na onye cighalu ecigha. 8 Agamemeju ugwu-ya-ga na ndi-ya egbulu egbu: n'ugwu-i-ga na mgbulugudu-i-ga na uzọ-mili-i nine ka fa gadaba bu ndi egbulu na nmà. 9 Agameme i ka ibulu nkpọnkpọ ani ebe-ebe, obodo-i-ga ka madu manebizi: unu gama azi na Munwa bu Jehofa. 10 Makana ikwugolu, si, Mba nabọ ndia na ani nabọ ndia gabu nkem, ayi genwe ya; ọbu ezie na Jehofa nọ n'ebe afu: 11 nyabu, etu Munwa difu ndu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, agameme ka iwe-i si di, na dika ekwolo-i nke ikwolu n'asị ikpọlu fa; agameme azi ka amalu Munwa n'etiti fa, mgbe Mgeji kpe i ikpe. 12 Igama azi na Munwa Jehofa anusigo okwu alu i nine nke ikwulu medide ugwu di-ga n'Israel, si, Emelu fa nkpọnkpọ ebe, ewelu

fa nye ayi ka ayi lie fa. 13 Unu emego onweunu nuku imedidem n'ọnu-unu, me ka okwu-unu bawanye imedidem: Munwa anugo. 14 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Mgbe uwa nine nañuli añuli, agameme ka ibulu nkpọnkpọ ani. 15 Dika isi ñuli n'isi ùkwù unọ Israel, makana ọbu nkpọnkpọ ani, nọfu ka Mgeme i: igabu nkpọnkpọ ani, ngi ugwu Sia, na Idom nine, fa nca: fa gama azi na Munwa bu Jehofa.

36 1 Nginwa, nwa nke madu, malu ugwu-ga nke Israel amuma, si, Unu ugwu Israel, nulunu okwu Jehofa. 2 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Makana onye ilo ekwugo medide unu, si, Ehè! na, Ebe di-ga enu nke gbo bu ife ayi nwelu: 3 nya ka igeji ma amuma, si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Makana, ọbunadu makana fa melu ka unu bulu nkpọnkpọ ebe, nosia unu n'akuku nine, ka unu webulu ife ndi gbọputalu na mba-ga genwe, unu abago n'egbugbele-ọnu ndi ile-okwu, na ajọ ufo nke ndi afu: 4 nyabu, unu ugwu Israel, nulunu okwu Dinwenu-ayi Jehofa; Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa gwalu ugwu-ga na ngongo-ga, na uzọ-mili-ga na mgbulugudu-ga, na nkpọnkpọ ebe tọgbọ-ga-lu nkiti na obodo-ga nke agbabolu agbabo, nke melu ife nkwali na ife amu nke ndi gbọputalu na mba-ga dirubelu okilikili: 5 nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Ezie ekwugom n'ọku nke ekwolom medide ndi gbọputalu na mba-ga, medide azi Idom nine, nke ji añuli obi-fa nine, na nneni nke nkpulu-obi, wewelu anim n'onwefa ka ọbulu ife fa nwelu, ka ewetufue ya ka ọbulu ife nkwali: 6 nya ka igeji ma amuma maka ani Israel, gwa

ugwu-ga na ngongo-ga, na uzọ-mili-ga na mgbulugudu-ga, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, ekwugom n'ekwolom na ọnumam, makana unu ebulugo ifele mba-ga: 7 nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Munwa ewenitago akam n'enu, *si*, Ezie mba ndi dirubelu unu okilikili, fanwa gebu ifele-fa. 8 Ma ununwa, ugwu Israel, unu gawaputa ngadaba-unu, mialu ndi nkem Israel nkpulu-unu; makana fa atunyego n'ukwu n'ọbibia. 9 Makana, ne, adilim unu, agamedo unu iru, agaluca unu gha unu: 10 agameme ka madu bawanye n'enu unu, *bú* unọ Israel nine, fa nca: agebi azi n'obodo-ga, agaluzi ebe tọgbọ-ga-lu nkiti: 11 agameme ka madu na anu bawanye n'enu unu; fa gabawanye mia nkpulu: agameme ka ebili nime unu ka esi bili nime unu gbo, melu *unu* nmá kalia na nbido-unu: unu gama azi na Munwa bu Jehofa. 12 Eye, agameme ka madu nagaghali n'enu unu, *bú* ndi nkem Israel; fa genwelu i, igabu ùkwù-fa; imanapuzi fa *umu* ọzọ. 13 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Makana fa si unu, Nginwa *ani* bu ife neli madu, bulu ife nanapu mba-i *umu;* 14 nya ka imaneji lizi madu ọzọ, nke inanapu mba-i *umu* ọzọ, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu; 15 nke Mneme i ka inu ifele mba-ga ọzọ, nke inebu nkpali ndi afu-ga ọzọ, nke igeme ka mba-i sọ ngọngọ ọzọ, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

16 Okwu Jehofa webiakutem, si, 17 Nwa nke madu, mgbe unọ Israel bi n'ani-fa, fa melulu ya sitena uzọ-fa na omume-fa-ga: uzọ-fa dinwenu ka ilu-alu nke nwayi ka ọdi na nsọ Ne, Munwa wusa fa ọnumam maka ifi ọbaja unu gadi ndu. makana fa ewelugo azi alusi-ụ unu, me ka ulu- 19 Mwecusa fa n'etiti mba-gakpọ aru kpudo unu,

ga: etu uzọ-fa si di na etu omume-fa si di-ga ka Mji kpe fa ikpe. 20 Mgbe fa bialu n'etiti mba-ga, n'ebe fa jelu, fa metọlu afa nsọm; ebe madu kwulu maka fa, Ndia bu ndi nke Jehofa, fa esigo n'ani-Ya pua. 21 Ma emelum afa nsọm ebele, nke unọ Israel metọluli n'etiti mba-ga, n'ebe fa jelu. 22 Nya ka igeji gwa unọ Israel, Nonwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Munwa adalu ọlu maka ifi unu, unu unọ Israel, kama maka ifi afa nsọm, nke unu metọlu n'etiti mba-ga, n'ebe unu jelu. 23 Agamedo azi nuku afam nsọ, nke emetọlu n'etiti mba-ga, nke unu metọlu n'etiti fa; mba-ga gama azi na Munwa bu Jehofa, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, mgbe ageji dom nsọ nime unu n'anya fa. 24 Makana agameweputa unu n'etiti mba-ga, kpokọputa unu n'ani nine, me ka unu bia n'ani-unu. 25 Agamefewusa unu mili di ọca, unu gadi ọca: n'ilu-alu-unu nine, na alusi-unu nine, ka Mgawucapu unu. 26 Obi ọfu azi ka Mgenye unu, tinye mọ ọfu nime unu: agamewepu obi nkpuma n'aru-unu, nye unu obi nke bu ulu-aru. 27 Agametinye mọ nkem nime unu, me ka unu nakpaghali n'ukpulum-ga, unu gedebe ikpem-ga, neme fa. 28 Unu gebi azi n'ani Mnyelu nna-unu-fa; unu gabu ndi nkem, Munwa gabu Cuku-unu. 29 Agamazọputa azi unu n'ilu-alu nine unu lulu: agamakpọ azi ka ọka mia, me ya ka ọbawanye, Mmeme ka ugani dakpo unu. 30 Agameme ka nkpulu osisi, na nmasi ugbo, bawanye, unu cweghalu inalu nkpali nke ugani n'etiti mba-ga. 31 Unu gelota azi ajọ uzọ-unu-ga, na omume-unu nadirọ-ga nma; izize onweunu geme unu n'anya unu maka ifi ajọ omume-unu-ga na maka ife-alu-unu-ga. 32 Malunu na ọburọ maka ifi unu ka

Mji lu ọlu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: ifele uzọ-unu-ga me unu ka emenye unú ifele n'iru, unu unọ Israel. 33 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: N'ubọsi nke Mwucalu unu n'ajọ omume-unu nine, agameme ka madu bili n'obodo afu-ga, agaluzi ebe tọgbọ-ga-lu nkiti. 34 Agaluca ani buli nkpọnkpọ ani, ọbu ezie na ọbuli nkpọnkpọ n'anya ndi nine nagafe ya. 35 Fa gasi, Ani nka nke buli nkpọnkpọ adigo ka ugbo Iden; obodo tọgbọ-ga-lu nkiti bulu azi nkpọnkpọ tikpọ azi etikpọ ka egwurubelu iga madu bili azi fa. 36 Mba ndi gbọputalu okilikili unu gama azi na Munwa Jehofa alugo ebe tikpọ-ga-lu etikpọ, kua ife n'ebe buli nkpọnkpọ: Munwa Jehofa ekwugo, agameme azi ya.

37 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Maka nka azi ka unọ Israel geji jum ase, ka Mwemelu fa ya; agameme ka madu bawanyelu fa dika ìgwè atulu. 38 Dika ìgwè anumanu edolu nsọ, dika ìgwè atulu nke Jerusalem na nzukọ-ya-ga; nọfu ka obodo tọgbọ-ga-lu nkiti gejuputa n'ìgwè madu: fa gama azi na Munwa bu Jehofa.

37 1 Aka Jehofa dikwasilim, Owebupum nime mọ nke Jehofa, dọbam n'etiti mgbulugudu; ọjuputalu n'ọkpukpu; 2 Qweme ka mgarube fa okilikili: ne, fa rili nne n'enu mgbulugudu; ne, fa kpọcasili nku. 3 Qwesim, Nwa nke madu, ọkpukpu ndia gadi ndu ka? Mwesi, Dinwenum Jehofa, Nginwa malu. 4 Qwesim, Ma amuma n'enu ọkpukpu ndia, si fa, Unu ọkpukpu kpọsili nku, nulunu okwu Jehofa. 5 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa gwalu ọkpukpu ndia: Ne, Munwa geme ka ume ba nime unu, unu gadi ndu. 6 Agametinye akwala aru n'enu unu, me ka ulu-aru bia n'enu unu, welu akpukpọ aru kpudo unu,

tinye: ume nime unu, unu gadi ndu; unu gama azi na Munwa bu Jehofa. 7 Mwema amuma etu esi tilim n'iwu: ebe mnama amuma, ofu onu di, ne ani nmarube, ọkpukpu afu-ga wegbakọba ọnu, ọkpukpu n'ọkpukpu nke ya. 8 Mwefu, ne, akwala aru di-ga n'enu fa, ulu-aru rọgota, akpukpọ aru wekpudo fa n'enu: ma ume ọbuna adirọ nime fa. 9 Qwesim, Malu ifufe amuma, ma amuma, nwa nke madu, si ifufe, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Si n'ifufe inọ puta, ngi ume, kukwasi ndia egbulu egbu, ka fa wedi ndu. 10 Mwema amuma etu Osi tilim iwu, ume webata nime fa, fa wedi ndu, fa welu ukwu-fa kwulu ọtọ, agadaga nuku usu. 11 Qwesim, Nwa nke madu, ọkpukpu ndia bu unọ Israel nine: ne, fanwa si, Ọkpukpu-ayi kpọsili nku, itu-anya-ayi anago n'iyi; ebepusigo ayi nca. 12 Nyabu ma amuma, si fa, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, Munwa gekpughepu ini-unu-ga, me ka unu si n'ini-unu rọgota, unu ndi nkem; agameme ka unu bia n'ani Israel. 13 Unu gama azi na Munwa bu Jehofa, ka Mkpughepusili ini-unu, me ka unu si n'ini-unu rọgota, unu ndi nkem. 14 Agametinye mọ nkem nime unu, unu gadi ndu, agamedebe unu n'ani-unu: unu gama azi na Munwa Jehofa ekwugo, me azi ya, ka Jehofa kwulu. . . .

15 Okwu Jehofa webiakutem, si, 16 Nginwa, nwa nke madu, welu ofu osisi n'onwei, de n'enu ya, Nke Juda, na nke umu Israel ndi-otu-ya: welu osisi ọzọ, de n'enu ya, Nke Josef, osisi Ifraim, na *nke* unọ Israel nine *bú* ndi-otu-ya: 17 makọlu onwei fa ọnu ka fa bulu ofu osisi, ka fa webulu ofu n'aka-i. 18 Mgbe umu ndi-i gagwa i okwu, si, Imegosi ayi isi ife ndia bu? 19 si fa, Nọnwọ

ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, Munwa gewelu osisi Josef, nke di n'aka Ifraim, na ndi-otu-ya *bú* ebo Israel; agametinye fa na ya, *bú* osisi Juda, me ka fa bulu ofu osisi, fa gabu ofu n'akam. 20 Osisi nke idelu ife n'enu-fa gadi n'aka-i n'anya fa. 21 Si fa, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, Munwa gewepu umu Israel n'etiti mba-ga, ebe fa jelu, kpokọba fa n'akuku nine, me ka fa bia n'ani-fa: 22 agameme fa ofu mba n'ani afu, n'enu ugwu di-ga n'Israel: ofu eze gabu eze fa nine: fa amabunutazi mba nabọ ọzọ, nke anekewa ṣa n'ani-eze nabọ ọzọ manca: 23 nke fa newelu alusi-fa-ga, ma-ọbu ife-izize-fa-ga, ma-ọbu njefic-fa ọbuna, emelu onwefa: ma agamazọputa fa n'ebe-obi-fa nine, n'ebe fa megolu njọ, wuca fa: fa gabu azi ndi nkem, Munwa abulu Cuku-fa. 24 Odibom Defid gabu eze-fa; fa nine genwe ofu onye nazu *fa:* fa ganakpaghali azi n'ikpem-ga, debe ukpulum-ga, me fa. 25 Fa gebi n'ani Mnyelu odibom Jekob, n'ebe nna-unu-fà bili; fa gebi nime ya, fanwa, na umu-fa, nạ umu umu-fa, ebe-ebe: Defid odibom gabu isi-fa ebe-ebe. 26 Mu na fa geme azi àgbà ndokwa: ogabulu Mu na fa àgbà ebe-ebe: agamatọ fa, me ka fa bawanye uba, kwuba ebe nsọm n'etiti fa mgbe nine. 27 Ebe-obibim gadinye-azi-li fa; agamabu Cuku-fa, fanwa gabu ndi nkem. 28 Mba-ga gama azi na Munwa bu Jehofa Nke nedo Israel nsọ, mgbe ebe nsọm gadi n'etiti fa ebe-ebe.

38 1 Okwu Jehofa webiakutem, si, 2 Nwa nke madu, do iru-i na Gog, nke ani Megog, onye-isi Roṣ, Meṣek, na Tubal, ma amuma medide ya, 3, si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ne, anamemedide i, ngi Gog, onye-isi Roṣ, Meṣek,

na Tubal: 4 agamerughali i, tinye ukpo n'agba-i-ga, kpoputa i, na usu ndi agha i nine, ka anyinya ka ndi anyinya nebu, fa nine yilisia ife agha, nuku usu ndi nwe akpani na ọta, fa nine jidesia nmà n'aka: 5 Paṣia, na Kuṣ, na Put solu fa; fa nine nwe ọta na okpu agha: 6 Goma, na usu-ya nine; unọ Togama nke di n'akuku Ugwu tekalisili aka, na usu-ya nine: ọbunadu imelime ndi *di n'ice n'ice* so i. 7 Kwadebe, eye, kwadebe onwei, nginwa, na usu-i nine ndi zukọlu n'ebe inọ, bulu fa onye nce. 8 Imelime ubọsi gasia ageneta i: n'arọ di-ga n'iru igabia n'ani nke emelu ka osi na nmà cigha, nke ekpokọputalu n'imelime ndi *di n'ice n'ice*, n'enu ugwu di-ga n'Israel, nke buli ebe tọgbọlu nkiti ọkpu: ma eweputalu ya n'aka ndi afu-ga, fa gebi n'aru-ofufo, fa nca. 9 Igarọgo, igabia dika oke ifufe, igadi ka ulukpu ikpudo ani afu, nginwa, na usu-i nine, na imelime ndi *ọzọ-ga* so i. 10 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ọgeme n'ubọsi afu, na ife gabata n'obi-i, igezu ajọ izuzu: 11 igasi, Agamarọgo n'ani nwe ọgbe anedorọ-ga aja; agameje n'ebe ndi nọ du, ndi bi n'aru-ofufo, fa nine bi n'ebe anedorọ-ga aja, énwe nga ma-ọbu ọnu-uzọ-ilo-ga: 12 inuta ife na ikwali ife; irughali aka-i imedide ebe tọgbọluli nkiti ebili ebi *kita*, na imedide ndi ekpokọputalu na mba-ga, ndi lutalu ife enunu na ife afia, nke bi n'etiti uwa. 13 Ṣiba, na Ḍedan, na ndi-afia Taṣiṣ, na ikolọbia agaba-ya nine, gasi i, Nginwa abiago inuta ife ka? ikpọkọbago usu-i ikwali ife ka? ka iwekpolu ọna-ọca na ọna-edo, cili ife-enunu na ife azutalu n'afia, inuta imelime ife ka?

14 Nyabu, nwa nke madu, ma amuma, si Gog, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: N'ubọsi

afu mgbe ndi nkem Israel gebi n'aru-ofufo, imama ya ka? 15 Igesi n'ebe nke i n'akuku Ugwu tekalisili aka puta, nginwa, na imelime ndi *ọzọ-ga* so i, fa nine likwasisia n'enu anyinya-ga, nuku nzukọ na agadaga usu ndi agha: 16 igarọgota imedide ndi nkem Israel, dika ulukpu ikpudo ani; ọgeme n'ubọsi ọdi n'iru, na agameme ka ibia imedide anim, ka mba-ga wemalum, mgbe agedom nsọ nime i, ngi Gog, n'anya fa. 17 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, si: Ọbu nginwa bu onye afu nke Mkwulu maka ya mgbe gbo sitena aka ndi-odibom *bú* ndi-amuma Israel, nke malu amuma n'ubọsi afu-ga *imelime* arọ na agameme ka ibia imedide fa? 18 Ọgeme azi n'ubọsi afu, mgbe Gog geji bia imedide ani Israel, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, na ọnumam garọgota nime imim. 19 Makana ekwugom n'ekwolom na ọku nke iwem, si, Ezie n'ubọsi afu nuku nmarube gadi n'ani Israel; 20 nyabu na azù nke orimili nnu, na anu-ufe nke igwe, na anu ọfia, na ife nakpu akpu nine nke nakpu n'ani, na madu nine nke bi n'enu-uwa, gamarube n'irum, agakwatu ugwuga n'ani, ngongo *nine* gada n'ani, aja-odido nine gadalu ani. 21 Agamakpọ ugwum nine okù ka eweta nmà imedide ya, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: nmà onye ọbuna gemedide nwa-nna-ya. 22 Agameji ajọ ọya na ọbala weweta ya n'ikpe; agamẹzowusa ya, na usu-ya-ga, na imelime ndi *ọzọ-ga* so ya, oke nsansa mili, na nuku aku mili igwega, na ọku, na brimston. 23 Agameme onwem nuku, do onwem nsọ, me ka amalum n'anya ọtutu mba-ga; fa gama azi na Munwa bu Jehofa.

39 1 Nginwa, nwa nke madu, ma amuma medide Gog, si, Nọnwọ ka Dinwenu-ay

Jehofa kwulu: Ne, anamemedide i, ngi Gog, onyeisi Ros, Meṣek, na Tubal: 2 agamerughali i, nedu i, me ka isi n'ebe tekalisili aka nke Ugwu rọgota; agameme ka ibia n'enu ugwu di-ga n'Israel: 3 agamapiapu uta-i n'aka-ekpe-i, me ka ufele-i si n'aka-nni-i dapu. 4 Igada n'enu ugwu di-ga n'Israel, nginwa, na usu-i nine, na ndi *ọzọ*-ga so i: agamewelu i nye nnunu nine di ice ice neli anu, na anu ọfia ka ewelie i. 5 Igada n'ọzala: makana Munwa ekwugo, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 6 Agamezigalu Megog, na ndi bi n'aruofufo n'ọba-n'ani orimili nnu, ọku, fa gama azi na Munwa bu Jehofa. 7 Agameme ka amalu afa nsọm n'etiti ndi nkem Israel; Mmekwe ka emeto afa nsọm ọzọ: mba-ga gama azi na Munwa bu Jehofa, Onye di Nsọ n'Israel. 8 Ne, ọbiana, ọgemelili, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu; nka bu ubọsi Mkwulu maka ya. 9 Ndi bi n'obodo di-ga n'Israel gapu, cili ife agha wefunwue ọku sule fa, akpani na ọta, na uta na ufele-ga, na nkulu-ga, na ube-ga, ageji fa funwu ọku arọ isa: 10 fa amakpazi nku n'ọfia, nke fa negbutu *nku* ọbuna n'ugboko; makana fa gaci ife agha wefunwu ọku: fa ganuta ndi nulu fa, kwalia ndi kwalili fa, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

11 Ọgeme azi n'ubọsi afu, agamenye Gog ofu ebe ini ozu n'Israel, mgbulugudu nke ndi nagafe agafe n'akuku iru-anya-anwu nke orimili nnu: ọgakwusi ndi nagafe agafe: n'ebe afu ka fa geni Gog na ìgwè ndi-ya nine: fa gakpọ ya Mgbulugudu Hamon-Gog. 12 Unọ Israel ganeni fa ọnwa isa, ka fa weme ka ani di ọca. 13 Eye, ndi ani afu nine geni fa; ọgabulu fa afa, n'ubọsi ageji nyem otuto, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 14 Fa

garọputa ndi ganalu ọlu afu ọkpu, ndi gagafe ani afu, fa na ndi nagafe agafe, ini ndi fọdulu n'iru ani afu, ka eweme ka ọdi ọca: ọnwa isa gasia fa acọba. 15 Ndi nagafe n'ani afu gagafe; mgbe onye ọbuna fulu ọkpukpu madu, ogedo ife arima na nso ya, genye mgbe ndi neni ozu nili ya na mgbulugudu nke Hamon-gog. 16 Hamona gabu azi afa obodo. Nọnwọ ka fa gesi me ka ani di ọca.

17 Nginwa, nwa nke madu, nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Gwa nnunu nine di n'ice n'ice, na anu ọfia nine, Gbakọbanu, bianu; kpọkọbanu onweunu n'akuku nine n'ájàm nke Munwa naculu unu, *bú* nuku aja *nke aculu* n'enu ugwu-ga nke Israel, ka unu welie anu la ọbala. 18 Unu geli anu ndi-dike, la ọbala ndi-isi nke uwa, na nke ebunu-ga, na nke umu atulu, na nke ewu-ga, na nke oke efi-ga, fa nine abulu anu mialu abuba nke Beṣan. 19 Unu geji abuba weliju afọ, ladide ọbala owegbube unu, nke ajam nke Mculu unu. 20 Na tebel nkem ka afọ geju unu n'anyinya-ga na ugbọ-ani-ga, na ndi-dike, na ndi agha nine, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 21 Agamakwuba otutom n'etiti mba-gà, mba nine gafu ikpem nke Mkpe-ga-lu, na akam nke Mtukwasili fa. 22 Unọ Israel gama azi na Munwa bu Jehofa Cuku-fa, sitena mbọsi afu wegaba. 23 Mba-ga gama azi na adọlu unọ Israel n'agha maka ifi ajọ omume-fa; makana fa mefielum, Mwezonari fa irum: Mweralu fa nye n'aka ndi nemedide fa, fa nine weda na nmà. 24 Etu ilu-alu-fa si di na etu njefie-fa si di ka Mmelu fa; Mwezonari fa irum.

25 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Kita ka Mgeme ka ndi Jekob adọlu n'agha

cigha, agameme ebele n'unọ Israel nine; agamekwolu afa nsọm ekwolo. 26 Fa gebu ifele-fa, na nmefie-fa nine nke fa mefielum, mgbe fa gebi n'aru-ofufo n'ani-fa, onye ọbuna ameyi fa egwu; 27 ka Mmesili ka fa si n'etiti ndi *ọzọ-ga* cigha, kpọkọputa fa n'ani ndi-ilo-fa, ewedom nsọ nime fa n'anya imelime mba-ga. 28 Fa gama azi na Munwa bu Jehofa Cuku-fa, makana emelum ka adọlu fa n'agha n'etiti mba-ga, Mwekpọkọba fa n'ani-fa; Mmarapuzi ofu efu nime fa ọzọ n'ebe afu; 29 nke Mnezonari fa irum ọzọ: makana erukwasigom mọ nkem n'unọ Israel, ka Dinwenuayi Jehofa kwulu.

40 1 N'arọ nke-oru-na-ise eji wedọlu ayi n'agha, n'isi-nbido arọ afu, n'*ubọsi* nke-ili n'ọnwa, n'arọ nke-ili-na-inọ ka etikpọsili obodo afu, n'ofu mbọsi afu, ka aka Jehofa dakwasilim, Ọweme ka mbia n'ebe afu. 2 Nime ọfù-ga nke Cuku ka Oji me ka mbia n'ani Israel, kwubam n'enu ugwu di agadaga enu, nke ife dika obodo ka alukwasili n'enu ya n'akuku adagbe. 3 Ọweme ka mbia n'ebe afu, ne, ofu nwoke, onye udi-ya di ka udi ọna-ọku, jide elili ade n'aka-ya, ya na ami eji esì ife; onye afu kwulu n'ọnu-uzọ-ilo. 4 Nwoke afu wesim, Nwa nke madu, welu anya-i fu, welu azi nti-i nu, cighalia ife nine nke munwa neme ka ifu n'obi-i; makana emelu i ka ibia ebea ka mweme ka ifu fa: gosi unọ Israel ife nine nginwa fulu.

5 Ne, ofu aja edolu edọ n'ìfè nke unọ afu okili-kili, n'aka nwoke afu ka ami-agu nke eji esì ife di kubit isi n'ogonogo, ofu *kubit* bulu ofu kubit na ofu ọbu-aka: owesìe ọgwe aja unọ afu, ofu ami-agu; enu-ya, ofu ami-agu. 6 Ọwebia n'ọnu-uzọ-

ilo nke dolu iru n'iru-anya-anwu, rọgobe ngwe *eji arọgo* ya; owesle ngwe ọnu-uzọ-ilo, ofu ami n'obosala: ngwe *ọnu-uzọ-ilo* nke ọzọ, ofu ami-agu n'obosala. 7 Unọ ndi nce ọbuna bu ofu ami-agu n'ogonogo, ofu ami-agu n'obosala; agbata ofu unọ ndi nce na unọ ndi nce ọzọ di kubit ise; ngwe ọnu-uzọ-ilo nke di nso ọgwa ọnu-uzọ-ilo dolu iru n'unọ bu ofu ami-agu. 8 Owesle azi ọgwa ọnu-uzọ-ilo dolu iru n'unọ afu, ofu ami-agu. 9 Owesle ọgwa ọnu-uzọ-ilo, kubit isatọ; na ide-ya-ga, kubit nabọ; ọgwa ọnu-uzọ-ilo dolu iru n'unọ. 10 Unọ ndi nce nke ọnu-uzọ-ilo nke di n'akuku iru-anya-anwu di itọ n'akuku a, itọ n'akuku nke nu; fa itọ sili nranya: ide-ga nwelu ofu aka nsi-ama n'akuku a na akuku nu. 11 Owesle obodobo ọghele ọnu-uzọ-ilo afu, kubit ili; ogonogo ọnu-uzọ-ilo afu, kubit ili na itọ; 12 na okè di n'iru unọ ndi nce, ofu kubit *n'akuku a*, na okè ọzọ, ofu kubit n'akuku nu; na unọ ndi nce, kubit isi n'akuku a, kubit isi n'akuku nu. 13 Owesle ọnu-uzọ-ilo sitena enu-unọ ofu unọ ndi nce genye n'enu-unọ unọ ọzọ, obodobo-ya di oru kubit na ise; ọnu-uzọ dolitalu ọnu-uzọ iru. 14 Ọmebe azi ide-ga, ọgu kubit itọ; ogige *lulu* n'ide, ọnu-uzọ-ilo *dirube-sili ya* okilikili. 15 *Sitena* iru ọnu-uzọ-ilo na nbata genye n'iru ọgwa di nime nke ọnu-uzọ-ilo di ọgu kubit nabọ na ili. 16 Windo emecili di n'unọ ndi nce, n'ide-fa-ga azi nime ọnu-uzọ-ilo okilikili, di azi n'ọgwa: windo dirube-ga-lu nime okilikili: nkwu di-ga n'enu ide *ọbuna*.

17 Ọwemem ka mbata n'ogige nke di n'ifè, ne, ime-unọ-ga na pefment, emelu maka ogige okilikili: oru ime-unọ na ili di na pefment. 18 Pefment afu di n'akuku ọnu-uzọ-ilo-ga, ya na ogonogo

ọnu-uzọ-ilo afu ra nranya, ọbunadu pefment nke di ani. 19 Owesìe obodobo-ya sitena iru ọnu-uzọ-ilo di ani genye n'iru ogige nke ime n'ìfè, ọgu kubit ise, *ka* nke di n'iru-anya-anwu ka nke di n'Ugwu. 20 Ọnu-uzọ-ilo nke ogige di n'ìfè nke dolu iru n'Ugwu, owesìe ogonogo-ya na obodobo-ya. 21 Unọ ndi nce di ya di itọ n'akuku a itọ n'akuku nu; ide di-ga ya na ọgwa di-ga ya di ka nsi-ama ọnu-uzọ-ilo izizi: ogonogo-ya di ọgu kubit nabọ na ili, obodobo-ya oru kubit na ise. 22 Windo-ya-ga, na ọgwa-ya-ga, na nkwu-ya-ga, di ka nsi-ama ọnu-uzọ-ilo nke dolu iru n'iru-anya-anwu; fa ji ngwe isa arọgo ya; ọgwa-ya di-ga n'iru fa. 23 Ofu ọnu-uzọ-ilo di n'ogige nke ime na nkelita iru ọnu-uzọ-ilo *ọzọ*, *ka* nke di n'Ugwu na nke di n'iru-anya-anwu; owesìe sitena ọnu-uzọ-ilo genye n'ọnu-uzọ-ilo ọgu kubit ise. 24 Owedulum je n'uzọ adagbe, ne ofu ọnu-uzọ-ilo n'uzọ adagbe: owesìe ide-ya-ga na ọgwa-ya-ga dika nsi-ama ndia si di. 25 Windo di-ga nime ya na ime ọgwa-ya-ga okilikili, dika windo afu-ga: ogonogo-ya di ọgu kubit nabọ na ili, obodobo-ya oru kubit na ise. 26 Eji ngwe isa arọgo ya, ọgwa-ya di-ga n'iru fa: ọnwelu nkwu-ga, ofu n'akuku a, nke ọzọ n'akuku nu, n'enu ide-ya-ga. 27 Ofu ọnu-uzọ-ilo di n'ogige nke ime n'uzọ adagbe: owesìe sitena ọnu-uzọ-ilo genye n'ọnu-uzọ-ilo n'akuku adagbe ọgu kubit ise.

28 Ọweme ka msi n'ọnu-uzọ-ilo nke adagbe ba n'ogige nke ime: owesìe ọnu-uzọ-ilo nke adagbe etu nsi-ama ndia si di; 29 na unọ ndi nce di-ga ya, na ide di-ga ya, na ọgwa di-ga ya, etu nsi-ama ndia si di: windo di-ga nime ya na ime ọgwa di-ga ya okilikili: ọdi ọgu kubit nabọ na ili n'ogonogo, na

oru kubit na ise n'obodobo. 30 Ọgwa di-ga ya okilikili, oru kubit na ise n'ogonogo, kubit ise n'obodobo. 31 Ọgwa-ya-ga dolu iru n'ogige nke di n'ifè; nkwu di-ga n'enu ide-ya-ga: nrọgo-ya nwelu ngwe isatọ. 32 Ọweme ka mbia n'ogige nke ime n'uzọ iru-anya-anwu: owesìe ọnu-uzọ-ilo afu dika nsi-ama ndia si di; 33 na unọ ndi nce di-ga ya, na ide di-ga ya, na ọgwa di-ga ya, etu nsi-ama ndia si di: windo di-ga nime ya na ime ọgwa di-ga ya okilikili: ọgu kubit nabọ na ili n'ogonogo, na oru kubit na ise n'obodobo. 34 Ọgwa-ya-ga dolu iru n'ogige nke di n'ifè; nkwu di-ga n'enu ide-ya-ga, n'akuku a, na akuku nu: nrọgo-ya *nwelu* ngwe isatọ. 35 Ọweme ka mbia n'ọnu-uzọ-ilo nke Ugwu: owesìe ya etu nsi-ama ndia si di; unọ ndi nce ya-ga, na ide-ya-ga, na ọgwa-ya-ga; 36 windo di-ga nime ya okilikili: ogonogo-ya di ọgu kubit nabọ na ili, obodobo-ya oru kubit na ise. 37 Ide-ya-ga dolu iru n'ogige nke di n'ifè; nkwu di-ga n'enu ide-ya-ga, n'akuku a, na akuku nu: nrọgo-ya *nwelu* ngwe isatọ.

38 Ofu ime-unọ ya na ọnu-uzọ-ya di na nso ide-ga n'ọnu-uzọ-ilo-ga; ebe afu ka fa cacalu ife àjà nsule. 39 N'ọgwa ọnu-uzọ-ilo ka tebel nabọ di n'akuku a, tebel nabọ n'akuku nu, ka ewegbue n'enu fa ife àjà nsule na nke àjà njọ na nke àjà ikpe-ọmuma. 40 N'*ofu* akuku n'ifè, ma arọgokọ na nbata ọnu-uzọ-ilo n'akuku Ugwu, ka tebel nabọ di; n'akuku nke ọzọ, nke dinyelu ọgwa ọnu-uzọ-ilo, ka tebel nabọ di. 41 Tebel inọ di n'akuku a, tebel inọ n'akuku nu, na nso ọnu-uzọ-ilo; tebel isatọ, nke fa gbulu *ife icu aja* n'enu fa. 42 Tebel inọ dili àjà nsule, nke nkpuma akwacalu akwaca, ofu kubit na ọkal-

n'ogonogo, na ofu kubit na ọkala n'obodobo, na ofu kubit n'enu: n'enu fa ka akwawusalu ife fa ji egbu ife àjà nsule na àjà. 42 Ife nko-ga, di ofu ọbuaka n'ogonogo, ka akpọdolu nime okilikili: n'enu tebel-ga ka anu icu àjà di. 44 N'ìfè nke ọnuuzọ-imo ka ime-unọ ndi ukwe di-ga n'ogige ime, nke di n'akuku ọnu-uzọ-ilo nke Ugwu; fa dolu iru n'uzọ adagbe: ofu di n'akuku ọnu-uzọ-ilo nke iruanya-anwu nke dolu iru n'uzọ Ugwu. 45 Owesim, Ime-unọ a, nke dolu iru n'uzọ adagbe, dili ndi ncu-aja, ndi enyelu unọ n'aka idebenu. 46 Imeunọ nke dolu iru n'uzọ Ugwu dili ndi ncu-aja, ndi enyelu ebe icu aja idebenu: ndia bu umu Zedok, nke si n'etiti umu Lifai kpudebe nso Jehofa ijelu Ya ozi. 47 Owesìe ogige, ọgu kubit ise n'ogonogo, na ọgu kubit ise n'obodobo, nwelu akuku inọ nranya; ebe icu aja afu di n'iru unọ afu.

48 Qweme ka mbia n'ọgwa unọ afu, owesìe ide ọbuna di n'ọgwa afu, kubit ise n'akuku a, kubit ise n'akuku nu; obodobo ọnu-uzọ ilo di kubit itọ n'akuku a, kubit itọ n'akuku nu. 49 Ogonogo ọgwa afu di oru kubit, obodobo-ya *di* kubit ili na ofu; ọbunadu sitena ngwe fa ji arọgo ya: ide nkpuma di-ga nso ide-ga, ofu n'akuku a, nke ọzọ n'akuku nu.

41 1 Qweme ka mbia n'unọ nsọ, wesìe ide-ga, kubit isi n'obodobo n'ofu akuku, na kubit isi n'obodobo n'akuku nke ọzọ, nke bu obodobo ikwu afu. 2 Obodobo nbata-*ya* di kubit ili; akuku nbata afu di-ga kubit ise n'ofu akuku, kubit ise n'akuku nke ọzọ: owesìe ogonogo-ya, ọgu kubit nabọ, obodobo-ya azi, oru kubit. 3 Qweba nime, sìe ide nine di na nbata, kubit nabọ *kubit nabọ*: na nbata, kubit isi; obodobo nbata, kubit isa. 4 Owesìe ogonogo-

ya, oru kubit, obodobo-ya azi, oru kubit, n'iru unọ nsọ: ọwesim, Nka bu ebe kacasi nsọ. 5 Owesìe aja unọ afu, kubit isi; obodobo ọbele unọ nine, kubit inọ *kubit inọ*, dirubelu unọ okilikili n'akuku nine. 6 Ọbele unọ afu-ga di ọkpukpu itọ, ofu n'enu ibe-ya, oru na ili so n'usolo; fa weba n'aja edonyelu unọ maka ọbele unọ afu-ga okilikili, ka fa wenyado *nime ya*, ghalu inyado n'aja unọ afu. 7 Ọbele unọ afu-ga nebosawanye ka fa nadirube *unọ* nana enu enu; makana ilurube unọ afu nana enu enu okilikili unọ afu: nyabu na obodobo unọ afu *neriwanye nne* n'enu; madu ewesi *n'ime-unọ* di ani rọgo *ime-unọ* di n'etiti ilu na nke di enu. 8 Afu-azi-lim na unọ afu nwelu ntọ-ani atọnili enu okilikili: ntọ-ani nke ọbele unọ afu-ga lulu nsiama ami-agu afu nke nuku kubit isi. 9 Ọgwe aja afu, nke bu maka ọbele unọ-ga, nke di n'ifè, di kubit ise: nke fọdulunu bu ọnọdu ọbele unọ-ga nke dinyelu unọ afu. 10 N'agbata ime-unọ-ga di oru kubit n'obodobo okilikili unọ n'akuku nine. 11 Ọnu-uzọ ọbele unọ-ga dolu iru *n'ebe* arapulu arapu, ofu ọnu-uzọ n'uzọ Ugwu, ọnu-uzọ ọzọ n'uzọ adagbe: obodobo ebe afu nke arapulu arapu di kubit ise okilikili ya. 12 Unọ nke di n'iru ebe kwu ice n'akuku n'uzọ ọdida-anya-anwu di ọgu kubit itọ na ili n'obodobo; aja edolu n'unọ afu di kubit ise n'alọ okilikili ya, ogonogo-ya di ọgu kubit inọ na ili. 13 Owesìe unọ afu, ọgu kubit ise n'ogonogo; ya na ebe kwu ice, na unọ afu, na aja-ya-ga, ọgu kubit ise n'ogonogo; 14 obodobo iru unọ afu azi, na nke ebe kwu ice n'akuku iru-anya-anwu, ọgu kubit ise.

15 Owesìe ogonogo unọ afu n'iru ebe kwu ice nke di n'azu-ya, na galeri di-ga ya *di* n'ofu akuku

na akuku nke ọzọ, ọgu kubit ise; na ime unọ nsọ na ọgwa-ga nke ogige; 16 na ngwe-ọnu-uzọ-ga na windo-ga nke emecili emeci, na galeri dirube-ga-lu okilikili n'okpukpu itọ fa, nke di na nkelita iru ngwe-ọnu-uzọ, nke eji osisi marube okilikili, na *sitena* ani genye na windo-ga; ekpudo-azi-li windo-ga; 17 welue na *nke di* n'enu ọnu-uzọ, welue n'unọ nke ime, na n'ìfè, na nso aja-odido nine okilikili ka ime ka ìfè, na nsi-ama. 18 Atulu cerubim na nkwu-ga n'enu ya; ofu nkwu di n'etiti cerub na cerub, cerub ọbuna nwelu iru nabọ *iru nabọ;* 19 nyabu na iru madu dolu iru na nkwu n'ofu akuku, iru okolọbia agaba dolu iru na nkwu n'akuku ọzọ: *nọnwọ ka esi* wetu ya garube unọ okilikili. 20 Sitena ani welue n'enu ọnu-uzọ atulu cerubim na nkwu-ga: nọnwọ ka aja-odido nke unọ nsọ si wedi. 21 Unọ nsọ, ide ọnu-uzọ di-ga nranya inọ; iru ebe nsọ, udi-*ya* di ka udi *unọ nsọ*. 22 Ebe icu aja bu nke osisi, kubit itọ n'enu, ogonogo-ya *di* kubit nabọ; nkuku-ya-ga, na ogonogo-ya, na akuku-ya, bu-ga nke osisi: ọwesim, Nka bu tebel nke di n'iru Jehofa. 23 Unọ nsọ na ebe nsọ nwelu ọnu-uzọ nabọ. 24 Ọnu-uzọ afu-ga nwelu àkú nabọ *n'ofu n'ofu*, àkú nabọ ne-rughali erughali; *dkú* nabọ n'ofu uzọ, àkú nabọ na nke ọzọ. 25 Atulu n'enu fa, n'enu ọnu-uzọ unọ nsọ, cerubim na nkwu-ga, dika esi tu n'aja-odido-ga; nuku ufiege nke osisi di-ga n'iru ọgwa n'ìfè. 26 Windo emeci-ga-lu emeci na nkwu di-ga n'ofu akuku na akuku ọzọ, n'akuku *nabọ* nke ọgwa: nọnwọ ka ọbele unọ-ga na nuku ufiege si di-ga.

42 1 Ọwekpọputam kpọlum ba n'ogige di n'ìfè, n'uzọ di n'uzọ Ugwu: ọwemem ka

mbata n'ime-unọ nke di na nkelita-iru ebe kwu ice, na nke di na nkelita-iru unọ afu n'akuku Ugwu. 2 Ọnu-uzọ nke Ugwu di n'iru ogonogo nke di ọgu kubit ise, obodobo-ya di ọgu kubit nabọ na ili. 3 Na nkelita-iru oru *kubit* nke dinyelu ogige nke ime, na nkelita-iru pefment nke dinyelu ogige nke di n'ìfè, ka galeri dolu galeri iru n'okpukpu nke-itọ. 4 N'iru ime-unọ-ga ka ebe njeghali di kubit ili n'obodobo nime, uzọ afu di ofu kubit; ọnu-uzọ-fa dolu iru n'Ugwu. 5 Ime-unọ di-ga enu dika-lili nkenke: makana galeri me-ga-lu ka ndia benata, kalia nke di ani na nke etiti, n'unọ afu. 6 Makana fa di okpukpu itọ, fa enwerọ ide nkpuma dika ide nkpuma nke ogige-ga: nya ka eji benata *ime-unọ kasi enu* kalia nke di ani na nke etiti nabọ n'ani. 7 Aja nke di n'ìfè na nso ime-unọ-ga, n'uzọ ogige di n'ìfè n'iru ime-unọ-ga, ogo-nogo-ya di ọgu kubit nabọ na ili. 8 Makana ogonogo ime-unọ nke di-ga n'ogige di n'ìfè di ọgu kubit nabọ na ili: ne, n'iru unọ nsọ di ọgu kubit nabọ na ili. 9 Sitena okpulu ime-unọ ndia ka nbata di n'akuku iru-anya-anwu, ma esi n'ogige di n'ìfè weba nime fa. 10 N'ọgwe aja-odido nke ogige di n'uzọ iru-anya-anwu, n'iru ebe kwu ice, na iru unọ afu, ka ime-unọ di-ga. 11 Uzọ nke di n'iru fa di ka udi *uzọ* ime-unọ-ga nke di n'uzọ Ugwu; ka ogonogo-fa si di nọfu ka obodobo-fa si di: ipu-ilo-fa nine bu ka esi lu fa, na etu ọnu-uzọ-fa si di-ga. 12 Etu ọnu-uzọ ime-unọ di-ga n'uzọ adagbe si di nọfu ka ofu ọnu-uzọ nke di n'ısi uzọ si di, *bú* uzọ nke gawagalu n'iru aja-odido n'uzọ iru-anya-anwu, ma madu naba nime fa. 13 Ọwe-sim, Ime-unọ Ugwu na ime-unọ adagbe, nke di-ga n'iru ebe kwu ice, *unọ* afu-ga bu ime-unọ di-ga

nsọ, ebe ndi ncu-aja ndi nọ nso Jehofa geli ife kacasi nsọ. n'ebe afu ka fa gatọgbọ ife kacasi nsọ, na àjà nni, na àjà njọ, na àjà ikpe-ọmuma; makana ebe afu di nsọ. 14 Mgbe ndi ncu-aja balu nime, fa amesi n'ebe di nsọ wepua n'ogige di n'ifè, ma ebe afu ka fa gawusa afe fa ji eje ozi; makana *afe* afu-ga di nsọ: fa geyi afe ọzọ-ga, wekpudebe ife dili ndi-fa.

15 Mgbe osìsili unọ nke ime, osi n'uzọ ọnu-uzọ-ilo nke dolu iru n'uzọ iru-anya-anwu kpọputam, wesìe ya okilikili. 16 Ọwelu ami-agu oji esì sìe n'akuku iru-anya-anwu, nnu ami-agu na ọgu ise, ọwelu ami-agu oji esì sìe okilikili. 17 Ọwelu ami-agu oji esì sìe n'akuku Ugwu, nnu ami-agu na ọgu ise okilikili. 18 Ọwelu ami-agu oji esì sìe n'akuku adagbe, nnu ami-agu na ọgu ise. 19 Orughalia n'akuku ọdida-anya-anwu, welu ami-agu oji esì sìe nnu ami-agu na ọgu ise. 20 Osìe ya n'akuku inọ ya: edorubelu ya aja okilikili, ogonogo-ya *di* nnu na ọgu ise, obodoboya nnu na ọgu ise, ka ewekewa ife di nsọ na ife nkiti.

43 1 Ọweme ka mbia n'ọnu-uzọ-ilo, bú ọnu-uzọ-ilo dolu iru n'uzọ iru-anya-anwu: 2 ne, otuto Cuku nke Israel si n'uzọ iru-anya-anwu bia: onu-Ya di ka onu imelime mili: ani nenwu n'otuto-Ya. 3 Ọdi ka udi ọfù nke mfulu, *ọbunadu* dika ọfù nke mfulu mgbe mji bia imebi obodo afu; ọfù afu-ga di ka ọfù nke mfulu n'ikpele orimili Kiba: mwedakpudo irum n'ani. 4 Otuto Jehofa wesi n'uzọ ọnu-uzọ-ilo nke dolu uzọ iru-anya-anwu iru. 5 Mọ *nke Cuku* webuniem enu kpọtam n'ogige nke ime; ne, otuto Jehofa julu unọ afu. 6 Mwenu ka ofu onye nagwam okwu n'unọ

afu; ofu onye kwunyelum. 7 Owesim, Nwa nke madu, *nka bu* ebe nke ukpom, na ebe nke obu-ukwum, n'ebe Mgebi n'etiti umu Israel ebe-ebe: uno Israel amemeluzi afa nsom ozo, ka fanwa, ka ndi-eze-fa, sitena iyi-oyi-fa, na ozu ndi-eze-fa n'ebe-fa di-ga enu; *8 n'imanye ngwe-onu-uzo-fa-ga na ngwe-onu-uzom, na ide onu-uzo fa n'ide onu-uzom, *so* aja di n'etiti Mu na fa; fa emelugo afa nso nkem sitena ife alu fa melu: nya ka Mji welu iwem welicapu fa. 9 Kita ka fa wete iyi-oyi-fa na ozu-ga nke ndi-eze-fa aka n'ebe Mno, agamebi azi n'etiti fa ebe-ebe.

10 Nginwa, nwa nke madu, welu uno afu gosi uno Israel, ka ifele weme fa n'ajo omume-fa-ga: ka fa sie onu-ogu *uno afu.* 11 Obuluna ifele eme fa n'ife nine fa melu, me ka fa malu òmùmò uno afu, na nsi-ama-ya, na opupu-ya-ga, na nbata-ya-ga, na òmùmò-ya nine, na ukpulu-ya nine, na òmùmò-ya nine, na iwu-ya nine, de ya n'anya fa: ka fa wedebe òmùmò-ya nine, na ukpulu-ya nine, mebe fa. 12 Nka bu iwu uno afu: n'enu ugwu afu oke-ani-ya nine di okilikili gadikalisi nso. Ne, nka bu iwu uno afu.

13 Ndia bu nsi-ama ebe icu aja na kubit: (kubit bu ofu kubit na ofu obu-aka:) okpulu-ya *gadi* ofu kubit, obodobo-ya ofu kubit, mpempe-ya si n'ikpele-ya okilikili ofu ama-aka: nka *gadi* azu ebe icu aja. 14 Sitena okpulu-ya n'ani genyena ndobe di ani *gadi* kubit nabo, obodobo-ya ofu kubit; sitena ndobe pekalilinu genyena ndobe ka nuku *gadi* kubit ino, obodobo-ya ofu kubit. 15 Ebe icu aja nke di enu *gadi* kubit ino; mpi ino gadi sitena ebe anafunwu oku nke ebe icu aja werogo.

Digitized by Google

16 Ebe anafunwu ọku nke ebe icu aja *gadi kubit* ili na ibọa n'ogonogo na ili na ibọa n'obodobo, nranya inọ n'akuku inọ ya. 17 Ndobe *gadi kubit* ili na inọ n'ogonogo na ili na inọ n'obodobo n'akuku inọ ya; mpempe okilikili ya *gabu* nranya ọkala kubit; okpulu-ya *gadi* ofu kubit okilikili; ngwe-ya-ga eji rọgo gedo iru n'iru-anya-anwu.

18 Ọwesim, Nwa nke madu, nọuwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ndia bu ukpulu ebe icu aja n'ubọsi fa gemebe ya, ka ewesule àjà nsule n'enu ya, ka ewefewusa azi ọbala n'enu ya. 19 Igewelu nwa oke efi nye ndi ncu-aja *bú* ndi Lifai ndi si na nkpulu Zedok puta, ndi dim nso, ijelum ozi, ka ọbulu àjà njọ, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 20 Igewelu ọbala-ya ọnwọ tinye ya na mpi inọ ya, na enu nkuku inọ nke ndobe, na mpempe okilikili: nyabu na igeme ka ọdi ọca kpucie njọ-ya. 21 Igewelu azi oke efi nke àjà njọ, ogesule ya n'ebe akalu n'unọ afu, n'azu ebe nsọ. 22 N'ubọsi nke-ibọa igece ofu nkpi nenweọ ntupọ n'iru *Cuku* ka ọbulu àjà njọ; fa geme ka ebe icu aja di ọca, etu fa si welu oke efi me ka ọdi ọca. 23 Imesia ka ọdi ọca, igece ofu nwa oke efi nenweọ ntupọ, na ofu ebunu nenweọ ntupọ nke si n'ìgwè atulu puta. 24 Igece fa n'iru Jehofa, ndi ncu-aja gefufe fa nnu, welu fa sulelu Jehofa ka fa bulu àjà nsule. 25 Ubọsi isa ka iganakwadebe kwada ofu ewu ka ọbulu àjà njọ: fa gakwadebe azi ofu nwa oke efi, na ofu ebunu si n'ìgwè atulu puta, nenweọ ntupọ. 26 Ubọsi isa ka fa ganekpucili ebe icu aja njọ me ka ọdi ọca; fa ewesi nọfu nyejue ya aka. 27 Mgbe fa debezulu ubọsi afu-ga, ọgeme azi n'ubọsi nke-isatọ.

Digitized by Google

wegabazia, ndi ncu-aja gacu aja-nsule-unu n'enu ebe icu aja, na aja-ndokwa-unu-ga; ife-unu gasọ-azim, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

44 1 Qweme ka msi n'uzọ ọnu-uzọ-ilo nke ebe nsọ, nke dolu iru n'iru-anya-anwu, cigha; akpacie nke afu akpacie. 2 Jehofa wesim, Agakpaci ọnu-uzọ-ilo nka, amakpaghepuzi ya ọzọ, nke onye ọbuna nesi ya aba, makana Jehofa, Cuku nke Israel, esigo na ya webata: nyabu na agakpaci ya. 3 Onye-isi, yanwa ganọ ya dika onye-isi ili nni n'iru Jehofa; ogesi n'uzọ ọgwa ọnu-uzọ-ilo webata, ogesi azi n'uzọ afu wepua. 4 Qweme ka mbia n'uzọ ọnu-uzọ-ilo nke Ugwu n'iru unọ afu; enelum anya, ne, otuto Jehofa julu unọ Jehofa: mwedakpudo irum n'ani. 5 Jehofa wesim, Nwa nke madu, cigha obi-i, welu anya-i wefu, welu nti-i wenu ife nine Munwa nagwa i maka ukpulu nine nke unọ Jehofa, na iwu-ya nine; cigha obi-i na nbanye unọ afu, na nputa ọbuna nke ebe nsọ. 6 Igagwa onye nanupu isi, *bú* unọ Israel, si, Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Unu unọ Israel, ka ife alu nine unu megolu rielu unu nne, 7 ebe unu kpọbatalu ndi ani madu, ndi aneberọ ugwu n'obi nke anebe fa n'aru, inọ n'ebe nsọm, imetọ ya, *bú* unọm, mgbe unu ji ce nnim, *bú* abuba na ọbala, n'irum, fa emebigo azi agbam, nyelukwue ife-alu-unu nine. 8 Unu edeberọ ife nkem di-ga nsọ nke enyelu unu n'aka idebenu: ma unu akwubagolu onweunu ndi ganedebe ife nkem agedebe edebe n'ebe nsọm. 9 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, Ọnwerọ onye ani madu, neberọ ugwu n'obi nke ọnebe ugwu n'aru, gaba n'ebe nsọm, nime onye ani madu ọbuna nọ n'etiti umu Israel. 10 Ma ndi Lifai ndi rapulum jete aka, mgbe Israel ji kpafue,

ndi rapulum kpafue sobe alusi-fa-ga ; fa gebu ajọ omume-fa. 11 Ma fa gabu ndi ganeje ozi n'ebe nsọm, ndi naci n'ọnu-uzọ-ilo-ga unọ afu, neje ozi n'unọ afu : fa gegbu ife àjà nsule na àjà *iculu* ndi *Israel*, fanwa gakwu n'iru fa ijelu fa ozi. 12 Makana fa nejelu fa ozi n'iru alusi-fa-ga, bulu unọ Israel ife isọ-ngọngọ nke ajọ omume ; nya ka Mji wenita akam enu imedide fa, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, fa gebu azi ajọ omume-fa. 13 Fa amakpudebem nso, ibulum ndi ncu-aja, ma-ọbu ikpudebe ife ọbuna nkem di nsọ, bu ife kacasi nsọ : ma fa gebu ifelefa, na ife-alu-fa-ga nke fa melu. 14 Ma agameme ka fa bulu ndi ndebe ife agedebe n'unọ afu, n'ifenru-ya nine, na ife nine aganeme nime ya.

15 Ma ndi ncu-aja *bú* ndi Lifai, umu Zedok, ndi debelu ebe nsọm enyelu fa n'aka idebenu mgbe umu Israel ji rapum kpafue, fanwa gakpudebem nso ijelum ozi ; fa gakwu n'irum ice abuba na ọbala n'irum, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu : 16 fanwa gaba n'ebe nsọm, fanwa gakpudebe tebel nkem, ijelum ozi, fa gedebe ife Mnyelu fa n'aka idebenu. 17 Ọgabu na mgbe fa balu n'ọnu-uzọ-ilo-ga nke ogige nke ime, fa geyi afe nke ákwà ọca ; fa ameyi afe aji anu, n'ọge fa neje ozi n'ọnu-uzọ-ilo-ga nke ogige nke ime, na ime ya. 18 Fa gekedo ákwà isi nke ákwà ọca n'isi-fa, yie afe úkwú nke akwa ọca n'úkwù-fa ; fa ameji *ife ọbuna nakpata* ọsusọ wefiedo onwefa. 19 Mgbe fa pulu n'ogige nke di n'ifè, *bú* ogige nke di' n'ifè, ijeku ndi *Israel*, fa geyipu afe-fa nke fanwa ji eje ozi, wusa fa n'ime-unọ di-ga nsọ, fa geyili afe ọzọga, ka fa ghalu iji afe-fa wedo ndi *Israel* nsọ. 20 Fa amakọ isi-fa, nke fa nekwe ka ntutu isi-fa so ogonogo ; sọsọ ngheca ka fa ganegheca isi-fa.

21 Onye ncu-aja ọbuna amala manya, mgbe fa bakọ nime ogige nke ime. 22 Nke fa gewelu ajadu ka ọbulu nwunye-fa, ma-ọbu onye acupulu acupu: ma fa ganulu umu-agbọ na nkpulu nke unọ Israel, ma-ọbu ajadu nke bu ajadu onye ncu-aja. 23 Fa gakuzili ndi nkem ife di ice n'etiti ife di nsọ na ife nkiti, me fa ka fa malu ife di ice n'etiti ife lulu alu na ife di ọca. 24 N'okwu ikpe fanwa gakwulu ikpe ikpe; etu ikpem si di-ga nọfu ka fa gekpe ya: fa gedebe iwum-ga na ukpulum-ga na nzukọm nine; fa gedo sabat nkem-ga nsọ. 25 Fa amejedebe ozu ọbuna imelu onwefa: ma fa gemelu onwefa maka nna, ma-ọbu nne, ma-ọbu nwa-nwoke, ma-ọbu nwa-nwayi, ma-ọbu nwa-nne nwoke, ma-ọbu nwa-nne nwayi nke nenwerọ di. 26 Awucasia ya, fa gagukọlu ya ubọsi isa. 27 N'ubọsi nke ọjelu n'ebe nsọ, n'ogige nke ime, íje ozi n'ebe nsọ, ọgece àjà njọ ya, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 28 Fa genwe ùkwù *nke fa;* Munwa bu ùkwù-fa: unu amenye fa ife fa genwe n'Israel; Munwa bu ife fa nwe. 29 Fanwa geli àjà nni, na àjà njọ, na àjà ikpe-ọmuma; ife nine eweputalu n'usọ n'Israel gabu nke fa. 30 Ife izizi nke nkpulu izizi nine nke ife ọbuna, na àjà nbuni ọbuna nke ife ọbuna, nke àjà-nbuni-unu nine, gadili ndi ncu-aja: unu ganenye azi onye ncu-aja utu-ọka izizi nke unu, ime ka ngọzi dakwasi n'unọ-i. 31 Ndi ncu-aja ameli ife ọbuna nwulu n'onweya, nke fa geli nke adọwalu adọwa, ma-ọbu anu-ufe ma-ọbu anumanu.

45 1 Ọzọ, mgbe unu geji nza weke ani ka ọbulu ùkwù, unu gebunili Jehofa àjà nbuni, ofu okè di nsọ n'ani: ogonogo-ya *gabu* ogonogo ula-nnu *ami-agu* itọ na nnu nabọ na irulu, obodo-

bo-ya *gadi* ula-nnu na nnu ise: ọgadi nsọ n'okè-ani-ya nine okilikili. 2 Nime nka ka nnu na ọgu ise *n'ogonogo* na nnu na ọgu ise *n'obodobo* gadili ebe di nsọ ralu nranya n'akuku inọ okilikili; ọgu kubit nabọ na ili gadili ebe kwu nkiti ya okilikili. 3 Na nsi-ama nka ka igeji wesì, ofu ogonogo *nke gadi* ulannu itọ na nnu nabọ na iruli, na obodobo *nke gadi* ulannu na nnu ise: nime ya ka ebe nsọ gadi, nke kasi nsọ. 4 Ọbu okè di nsọ n'ani; nke afu gadili ndi ncu-aja, ndi neje ozi n'ebe nsọ, ndi nakpudebe ijelu Jehofa ozi; ọgabu ebe unọ-fa gadi, na ebe di nsọ maka ebe nsọ afu. 5 Ulannu itọ na nnu nabọ na iruli n'ogonogo, na ulannu na nnu ise n'obodobo, gabu nke ndi Lifai, ndi neje ozi n'unọ afu, ka ọbulu ife fa nwe, oru ime-unọ. 6 Unu garọputa ani obodo genwe nnu ili-na-ibọa na iruli n'obodobo, na ulannu itọ na nnu nabọ na iruli n'ogonogo, dinyelu àjà nbuni afu bu okè di nsọ: ọgadili unọ Israel nine. 7 *Ife ọbuna* dili onye-isi *gadi* n'ofu akuku na akuku ọzọ nke àjà nbuni dị nsọ na nke bu ani obodo nwe, n'iru àjà nbuni di nsọ na iru ani obodo nwe, n'akuku dolu iru n'ọdida-anya-anwu, na akuku dolu iru n'iru-anya-anwu: ọra ka ofu okè-ani n'ogonogo, sitena okè-ani ọdida-anya-anwu welue n' okè-ani iru-anya-anwu. 8 N'ani afu ọgabu ife ọnwelu n'Israel: ndi-isim amakpagbuzi ndi nkem ọzọ; ma fa gewelu ani afu nye unọ Israel etu ebo-fa si di-ga.

9 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ka orielu unu nne nọfu, unu ndi-isi Israel: werukanu ife-ike na npum, nekpenu ikpe kwu ọtọ nemenu ezi omume; wepunu icupu ndi nkem *n'ani-fu*, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 10 Unu genwe ezi-ọbo ife ṅmà, na ezigbo efa, na ezigbo bat. 11 Efa

na bat gara nranya na nsi-ama, ka bat weluta ofu uzọ n'uzọ ili nke homa, efa azi ofu uzọ n'uzọ ili nke homa: nsi-ama-ya gadi ka homa si di: 12 Ṣekel gabu oru gira: oru ṣekel, oru ṣekel na ise, ṣekel ili na ise, gabu mane-unu. 13 Nka bu àjà nbuni unu gebuni; ofu uzọ n'uzọ isi nke efa nime homa nke okili, unu genye azi ofu uzọ n'uzọ isi nke efa nime homa nke ọka: 14 okè nke manu akalu, nke bat nke manu, gabu ofu uzọ n'uzọ ili nke ofu bat si na kọ puta, *nke bu* bat ili, *ọbunadu* ofu homa; makana bat ili bu ofu homa: 15 na ofu nwa atulu nime ìgwè atulu, nime ọgu *atulu* ili, nke si n'ebe ita nni mili rili nne nke Israel puta, ka ọbulu àjà nni, na àjà nsule, na àjà ndokwa-ga, iji kpucili fa njọ, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 16 Ndi ani afu nine gadi n'àjà nbuni a maka onye-isi n'Israel. 17 Onye-isi genwe inye ife àjà nsule-ga, na àjà nni-ga, na àjà ife ọlila-ga, nime olili-ga, na ọnwa ọfu-ga, na sabat-ga, na nzukọ nine nke unọ Israel: yanwa gakwadebe àjà njọ, na àjà nni, na àjà nsule, na àjà ndokwa-ga, ikpucili unọ Israel njọ.

18 Ṇonwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: N'*ọnwa* izizi, n'*ubọsi* izizi n'ọnwa, igewelu ofu nwa oke efi nenwerọ ntupọ; me ka ebe nsọ di ọca. 19 Onye ncu-aja gewelu ọbala ọnwọ n'àjà njọ, fewusa ya n'ide ọnu-uzọ-ga nke unọ, na enu nkuku inọ nke ndobe ebe icu aja, na ide-ga nke ọnu-uzọ-ilo nke ogige ime. 20 Nọfu ka igesi me n'*ubọsi* nke-isa n'ọnwa afu maka onye ọbuna nke nejefie, na onye nenwerọ uce: unu gesi nọnwọ kpuci njọ nke unọ afu. 21 N'*ọnwa* izizi, n'ubọsi nke-ili-na-inọ n'ọnwa, unu genwe olili ngafe, olili nke ubọsi isa; acica ari-ari ka ageli. 22 N'ubọ-

afu ka onye-isi gakwadolu onweya na ndi ani afu nine ofu oke efi iji cu aja njọ. 23 Ubọsi isa nke olili afu ọgakwadebe azi ife àjà nsule iji cunyelu Jehofa, oke efi isa na ebunu isa nenwerọ ntupọ kwada ubọsi isa afu; ofu nkpi kwada azi ka ọbulu àjà njọ. 24 Ọgakwadebe azi àjà nni, ofu efa ofu oke efi, na ofu efa ofu ebunu, na ofu hin nke manu ofu efa. 25 N'*ọnwa* nke-isa, n'ubọsi nke-ili-na-ise n'ọnwa, n'olili, ka ọgeme etu afu n'ubọsi isa afu; dika àjà njọ, dika àjà nsule, na dika àjà nni, na dika manu.

46 1 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ọnu-uzọ-ilo ogige nke ime nke dolu iru n'iru-anya-anwu gakpacita n'ubọsi isi afu agalu ọlu; ma agemeghepu ya n'ubọsi sabat, agemeghepu azi ya n'ubọsi ọnwa ọfu. 2 Onye-isi gesi n'uzọ ọgwa nke ọnu-uzọ-ilo n'ìfè webata, kwulu n'usọ ide ọnu-uzọ-ilo, ndi ncu-aja gakwadebe àjà-nsule-ya na àjà-ndokwa-ya-ga, ọgesekpulu na ngwe ọnu-uzọ-ilo; wepuba: ma amakpaci ọnu-uzọ-ilo afu genye n'anyasi. 3 Ndi ani afu gesekpulu n'ọnu-uzọ nke ọnu-uzọ-ilo afu n'iru Jehofa n'*ubọsi* sabat-ga na ọnwa ọfu-ga. 4 Ife àjà nsule nke onye-isi gece n'iru Jehofa *gadi* umu atulu isi nenwerọ ntupọ na ofu ebunu nenwerọ ntupọ n'ubọsi sabat; 5 àjà nni *gadi* ofu efa maka ebunu afu, àjà nni maka umu atulu afu *gadi* etu ọnwelu ike inyenu, ofu hin nke manu azi n'ofu efa. 6 N'ubọsi ọnwa ọfu *ọgabu* ofu nwa oke efi nenwerọ ntupọ; na umu atulu isi, na ofu ebunu; fa amenwe ntupọ: 7 ọgakwadebe azi àjà nni, ofu efa maka oke efi afu, na ofu efa maka ebunu afu, na maka umu atulu etu aka-ya gelu, na ofu hin nke manu n'ofu efa.

8 Mgbe onye-isi gaba, ogesi n'uzọ ọgwa ọnu-uzọ-

ilo webata, ogesi azi n'uzọ afu wepua. 9 Ma mgbe ndi ani afu gabia n'iru Jehofa na nzukọ-ga, onye si n'uzọ ọnu-uzọ-ilo nke Ugwu weba isekpulu gesi n'uzọ ọnu-uzọ-ilo nke adagbe wepua; onye si n'uzọ ọnu-uzọ-ilo nke adagbe ba gesi n'uzọ ọnu-uzọ-ilo nke Ugwu wepua: omesi n'uzọ ọnu-uzọ-ilo osi webata wepua, ma ọgapuwaga. 10 Onye-isi, mgbe ha batalu, ogeso n'etiti ha weba; ha pukọ, fa gapu *n'ofu*. 11 N'olili-ga na nzukọ-ga àjà nni gabu ofu efa maka ofu oke efi, ofu efa ofu ebunu, maka umu atulu etu ọnwelu ike inyenu, ofu hin nke manu azi n'ofu efa. 12 Mgbe onye-isi gakwadebe àjà afọ-ofufo, *ma-ọbu* àjà nsule ma-ọbu àjà ndokwa-ga ka ọbulu Jehofa àjà afọ-ofufo, agemeghelu ya ọnu-uzọ-ilo dolu iru n'iru-anya-anwu, ọgakwadebe àjà-nsule-ya na àjà ndokwa-ya-ga, etu osi me n'ubọsi sabat: emesia ọgapu; ọpusia agakpaci ọnu-uzọ-ilo. 13 Igakwadebe ofu nwa atulu nke gbalu ofu arọ nenwerọ ntupọ ka ọbulu Jehofa àjà nsule kwada: kwa ututu ka iganakwadebe ya. 14 Igakwadebe azi àjà nni nyelu ya kwa ututu, ofu uzọ n'uzọ isi nke efa, na ofu uzọ n'uzọ itọ nke hin nke manu, iji wegwọ utu ọka; icunye Jehofa aja nni mgbe nca sitena ukpulu ebe-ebe. 15 Nọnwọ ka fa gesi kwadebe nwa atulu afu, na àjà nni, na manu, kwa ututu, ka ọbulu àjà nsule mgbe nca.

16 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Ọbuluna onye-isi enye ofu n'umu-ya onyinye, ọgabu ùkwù-ya, ife afu gadili umu-ya; ife afu bu ife fa ketalu n'ùkwù. 17 Ma ọbuluna ọnye ofu nime ndi-odibo-ya onyinye nime ùkwù-ya, ọgabu nke ya genye n'arọ ipu na nru; mgbe afu ogecighalu onye-isi afu; ma ùkwù-ya, ọgadili umu-ya. 18 Ọzọ onye-isi amanalu ife ọbuna n'ùkwù ndi-ya, ipulu

fa ife fa nwẹlu ; ọgewelu ọnwọ n'ife ọnwelu nye umu-ya ka ọbulu ùkwù-fa : ka ndi nkem ghalu igbasasi ebe onye anọna n'ife ọnwelu.

19 Ọweme ka msi na nbata, nke di n'usọ ọnu-uzọ-ilo, webata n'ime-unọ di-ga nsọ nke dili ndi ncu-aja, nke dolu iru n'Ugwu : ne, ofu ebe di n'ebe afu n'azu n'akuku ọdida-anya-anwu. 20 Ọwesim, Nka bu ebe ndi ncu-aja ganesi àjà ikpe-ọmuma na àjà njọ, ebe fa ganesi àjà nni ; ka fa ghalu iweputa fa n'ogige nke di n'ìfè, ido ndi *Israel* nsọ. 21 Ọwekpọputam ba n'ogige nke di n'ìfè, ọme ka mga na nkuku inọ nke ogige afu ; ne, ofu ogige di na nkuku ọbuna nke ogige afu. 22 Na nkuku inọ nke ogige afu ogige agbarubelu agbarube di, ọgu *kubit* nabọ n'ogonogo na oru na ili n'obodobo : ndia inọ nime nkuku-ga bu ofu nsi-ama. 23 Ofu *unọ alulu na* ndili dirubelu nime fa okilikili, n'okilikili inọ afu, alulu ya ka ọnwe ebe isi ife n'okpulu ndili afu okilikili. 24 Ọwesim, Ndia bu unọ ebe anesi ife, ebe ndi neje ozi n'unọ a gesi ife àjà nke ndi *Israel.*

47 1 Ọweme ka mcigha n'ọnu-uzọ unọ ; ne, mili waputa-ga-lu n'okpulu ngwe-ọnu-uzọ-ilo unọ n'akuku iru-anya-anwu, makana iru unọ afu dolu iru n'iru-anya-anwu : mili si n'okpulu ya neruda, n'akuku aka-nni nke unọ afu, n'akuku adagbe nke ebe icu aja. 2 Ọweme ka msi n'uzọ ọnu-uzọ-ilo di n'akuku Ugwu pua, owedurubem n'uzọ di n'ìfè okilikili lue n'ọnu-uzọ-ilo nke di n'ìfè, sitena uzọ nke *ọnu-uzọ-ilo* dolu iru n'iru-anya-anwu ; ne, mili si n'akuku aka-nni ruputa. 3 Mgbe nwoke afu ji jide elili n'aka-ya napu n'akuku iru-anya-anwu, osìe nnu kubit nabọ na ọgu ili, weme ka mgafe mili afu-ga, mili nke ji-ga na nkwonkwo

ukwu. 4 Osìkwasi nnu nabọ na ọgu ili ọzọ, me ka mgafe mili afu-ga, mili nke ji-ga na nkpiliukwu. Osìkwasi nhu nabọ na ọgu ili ọzọ, ọme ka mgafe *mili afu-ga,* mili nkè ji-ga n'úkwù. 5 Osìkwasi nnu nabọ na ọgu ili; *ọbulu azi* orimili nke mnapuọ igafe: makana mili afu-ga lulu elu, mili igwu egwu nime fa, orimili nke amanelufe elufe. 6 Ọwesim, Nwa nke madu, ifugo? Ọwekpọtam, mem ka mcigha n'ikpele orimili. 7 Ka mcighasili, ne, ọtutu imelime osisi di n'ikpele orimili afu n'ofu akuku na akuku ọzọ. 8 Ọwesim, Mili ndia nawaputa n'ebe akuku iru-anya-anwu di, geruda azi nime Araba: fa ganeruku azi orimili nnu; nime orimili nnu *ka mili afu-ga gerunye bú* nke emegolu ka fa waputa; agazọ azi mili orimili nnu afu-ga. 9 Ọgeme azi, na ife ọbuna di ndu nenuputa enuputa, n'ebe ọbuna orimili nabọ afu-ga si bia, gadi ndu; nuku imelime ìgwè azù gadi azi: makana mili ndia elugo ebe afu, agazọ azi *mili nke orimili nnu,* ife ọbuna gadi azi ndu n'ebe ọbuna orimili rululu. 10 Ọgeme azi, na ndi ọkù gakwulu n'ikpele ya: sitena Engedi ọbunadu genye na En-eglaim gabu ebe igbasa agadabu-ga; azù-fa gadi n'ice n'ice, dika azù nuku orimili nnu, fa gaba agadaga uba. 11 Ma amazọ ebe bu sọ ulu di-ga ya, na ani apiti di-ga ya; agaralu fa nye na nnú. 12 N'usọ orimili n'ikpele-ya, n'akuku a na akuku nu, ka osisi ọbuna di olili geso, nke akwukwọ-ya manajanwu, nke nkpulu-ya nagha omimi: ọganami nkpulu izizi kwa ọnwa, makana mili-ya si n'ebe nsọ waputa: nkpulu-ya azi gabu maka ife olili, akwukwọ-ya azi maka ọzuzọ.

13 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Nke

gabu okè-ani, nke unu gesi weke ani ka ọbulu ùkwù etu ebo ili na ibọa Israel si di: Josef *genwe* okè *nabọ*. 14 Unu gelita ya n'ùkwù, ebe onye anọna ọnwe nke ya; nke Mbunili akam inye ya nna-unufà: ảni nka azi gadanye n'aka-unu ka ọbulu ùkwù. 15 Nka gabu okè-ani nke ani afu: n'akuku Ugwu, sitena nuku orimili nnu, sitena uzọ Hetlon, genye na nbata Zedad; 16 Hemat, Berota, Sibraim, nke di n'etiti okè-ani Damaskọs na okè-ani Hemat, Heza-hatikon, nke di nso okè-ani Hauran. 17 Okè-ani sitena orimili nnu gabu Heza-enon n'okè-ani Damaskọs, n'Ugwu azi n'akuku Ugwu ka okè-ani Hemat di. Nka bu akuku Ugwu. 18 Akuku iru-anya-anwa, n'etiti Hauran na Damaskọs na Gilead, na ani Israel, gabu Jọdan; sitena okè-ani *nke Ugwu* genye n'orimili nnu nke iru-anya-anwu ka unu gesì. Nka bu akuku iru-anya-anwu. 19 Akuku adagbe n'akuku aka nni gesite na Tema welue na mili Meribot-kedeṣ, welue na mili-iyi *Ijipt*, genye na nuku orimili nnu. Nka bu akuku adagbe n'akuku aka-nni. 20 Akuku ọdida-anya-anwu gabu nuku orimili nnu, sitena okè-ani *adagbe* welue na nkelita-iru nbata Hemat. Nka bu akuku ọdida-anya-anwu. 21 Nyabu na unu gekelu onweunu ani a ka ebo Israel si di-ga. 22 Ọgeme azi, na unu geke ya n'ife nza ka ọbulu ùkwù-unu na nke ndi-ọbia nọ n'etiti unu, ndi gamu umu n'etiti unu; fa gadi azi unu dika ndi amulu n'ani n'etiti umu Israel; fa geso unu li ùkwù n'etiti ebo Israel-ga. 23 Ọgeme azi, na nime ebo ọbuna ọbia nọ, n'ebe afu ka unu genye ya ùkwù-ya, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

48 1 Ndia bu afa ebo afu-ga: sitena isi Ugwu, na nso uzọ Hetlon genye na nbata

Hemat, Heza-enan n'okè-ani Damaskọs, n'akuku Ugwu na nso Hemat; fa genwe azi akuku-fa n'iru-anya-anwu *na* ọdida-anya-anwu; Dan, ofu *okè*. 2 Na nso okè-ani Dan, sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu; Aṣa, ofu *okè*. 3 Na nso okè-ani Aṣa, sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu; Naftali ofu *okè*. 4 Na nso okè-ani Naftali, sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu; Manase, ofu *okè*. 5 Na nso okè-ani Manase, sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu; Ifraim, ofu *okè*. 6 Na nso okè-ani Ifraim, sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu; Ruben, ofu *okè*. 7 Na nso okè-ani Ruben, sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu; Juda, ofu *okè*.

8 Na nso okè-ani Juda, sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu, gabu ife àjà nbuni nke unu gebuni, ula-nnu *ami-agu* itọ na nnu nabọ na iruli n'obodobo, n'ogonogo azi dika ofu nime okè afu-ga, sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu: ebe nsọ gadi azi n'etiti ya. 9 Ife àjà nbuni unu gebunili Jehofa gadi ula-nnu itọ na nnu nabọ na iruli *ami-agu* n'ogonogo, na ula-nnu na nnu ise n'obodobo. 10 Àjà nbuni afu di nsọ gadili ndia, *bú* ndi ncuaja; n'akuku Ugwu ula-nnu itọ na nnu nabọ na iruli *n'ogonogo*, n'akuku ọdida-anya-anwu ula-nnu na nnu ise n'obodobo, n'akuku iru-anya-anwu ula-nnu na nnu ise n'obodobo, n'akuku adagbe ula-nnu itọ na nnu nabọ na iruli n'ogonogo: ebe nsọ nke Jehofa gadi azi n'etiti ya. 11 *Ọgadili* ndi ncuaja ndi edolu nsọ n'etiti umu Zedok, ndi debegolu ife Mnyelu fa n'aka idebenu; ṇdi nakpafurọ mgbe

umu Israel ji kpafu, etu ndi Lifai si kpafuli. 12 Ọgabulu fa àjà nbuni sitena àjà nbuni afu *bú* ani, ife dikalisili nsọ, na nso okè-ani nke ndi Lifai. 13 Na ndidebe okè-ani ndi ncu-aja, ka ndi Lifai genwe ula-nnu itọ na nnu nabọ na iruli n'ogonogo, na ula-nnu na nnu ise n'obodobo: ogonogo nine gabu ula-nnu itọ na nnu nabọ na iruli, obodobo azi ula-nnu na nnu ise. 14 Fa amele nime ya, nke fa nagha ya agha, nke fa newepu nkpulu izizi nke ani: makana ọdili Jehofa nsọ. 15 Nnu ili-na-iboa na iruli azi nke fọdulu n'obodobo, n'iru ula-nnu itọ na nnu nabọ na iruli, gadili obodo n'ọgbọ, ka ọbulu ebe obibi na ebe ita nni: obodo gadi azi n'etiti ya. 16 Ndia gabu azi nsi-ama-ya; akuku Ugwu nnu ili-na-ofu na ọgu ise, na akuku adagbe nnu ili-na-ofu na ọgu ise, n'akuku iru-anya-anwu nnu ili-na-ofu na ọgu ise, n'akuku ọdida-anya-anwu nnu ili-na-ofu na ọgu ise. 17 Obodo genwe ebe-ita-nni-ga; n'akuku Ugwu ọgu ili-na-iboa na ili, n'akuku adagbe ọgu ili-na-iboa na ili, n'akuku iru-anya-anwu ọgu ili-na-iboa na ili, n'akuku ọdida-anya-anwu ọgu ili-na-iboa na ili. 18 Nke fọdulu n'ogonogo, ra dika ogonogo àjà nbuni si di, gadi ula-nnu na nnu ise n'akuku iru-anya-anwu, ula-nnu na nnu ise n'akuku ọdida-anya-anwu: ọgara ka àjà nbuni di nsọ n'ogonogo; ife masili nime ya gabu ife olili nke ndi nefe nru nime obodo. 19 Ndi nefe azi nru nime obodo, si n'ebo Israel nine puta, galu ya ugbo. 20 Ife àjà nbuni nine gadi ula-nnu itọ na nnu nabọ na iruli *n'ogonogo,* ula-nnu itọ na nnu nabọ na iruli *n'obodobo:* unu gebuni àjà nbuni di nsọ akuku nranya inọ, ife obodo nwelu di nime ya.

21 Nke fọdulu gadili onye-isi, n'ofu akuku na

akuku ọzọ nke àjà nbuni di nsọ na ife obodo nwelu, n'iru ula-nnu itọ na nnu nabọ na iruli nke àjà nbuni n'okè-ani iru-anya-anwu, na akuku ọdida-anya-anwu n'iru ula-nnu itọ na nnu nabọ na iruli n'okè-ani ọdida-anya-anwu, ra dika okè afu-ga n'ogonogo, ọgadili onye-isi: àjà nbuni di nsọ na ebe nsọ nke unọ afu gadi n'etiti ya. 22 Site azi n'ife ndi Lifai nwe, na sitena ife obodo nwe, nke di n'etiti nke bu nke onye-isi, n'etiti okè-ani Juda na okè-ani Benjamin, gadili onye-isi.

23 Ebo fọdu-ga-azi-linu: sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu; Benjamin, ofu *okè*. 24 Na nso ókè-ani Benjamin, sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu; Simeon, ofu *okè*. 25 Na nso okè-ani Simeon, sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu; Isaka, ofu *okè*. 26 Na nso okè-ani Isaka, sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu; Zebulun, ofu *okè*. 27 Na nso okè-ani Zebulun, sitena akuku iru-anya-anwu genye n'akuku ọdida-anya-anwu; Gad, ofu *okè*. 28 Na nso okè-ani Gad, n'akuku adagbe n'akuku aka-nni, okè-ani gabu ọbunadu sitena Tema genye na mili Meribat-kedeṣ, ije na mili-iyi *Ijipt*, welue na nuku orimili nnu. 29 Nka bu ani nke unu geke ebo-ga nke Israel n'ife nza ka ọbulu ùkwù, ndia bu azi okè-fa n'ofu n'ofu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

30 Ndia bu azi ebe ọpupu obodo; n'akuku Ugwu nnu *ami-agu* ili-na-ofu na ọgu ise na nsiama: 31 ọnu-uzọ-ilo obodo gabu-ga etu afa ebo Israel si di; ọnu-uzọ-ilo itọ n'akuku Ugwu: ọnu-uzọ-ilo Ruben, ofu; ọnu-uzọ-ilo Juda, ofu; ọnu-uzọ-ilo Lifai, ofu: 32 n'akuku iru-anya-anwu azi

nnu *ami-agu* ili-na-ofu na ọgu ise ; ọnu-uzọ-ilo itọ azi : bú ọnu-uzọ-ilo Josef, ofu ; ọnu-uzọ Benjamin, ofu ; ọnu-uzọ-ilo Dan, ofu : 33 n'akuku adagbe azi nnu *ami-agu* ili-na-ofu na ọgu ise sitena nsi-ama: ọnu-uzọ-ilo itọ azi : ọnu-uzọ-ilo Simeon, ofu ; ọnu-uzọ-ilo Isaka, ofu ; ọnu-uzọ-ilo Zebulun, ofu: 34 n'akuku ọdida-anya-anwu nnu *ami-agu* ili-na-ofu na ọgu ise, na ọnu-uzọ-ilo itọ fa : ọnu-uzọ-ilo Gad, ofu ; ọnu-uzọ-ilo Aṣa, ofu ; ọnu-uzọ-ilo Ṇafta-li, ofu. 35 Ọgabu ula-nnu *ami-agu* nabọ na nnu ise okilikili : afa obodo afu azi sitena ubọsi afu gabu, Jehofa nọ ebe afu.

AKWUKWỌ

DANIEL.

1 1 N'arọ nke-itọ nke ocici Jehoiakim eze Juda Nebukadneza eze Babilon bia na Jerusalem, nọcibido ya. 2 Dinwenu-ayi welu Jehoiakim eze Juda nye n'aka-ya, na ife ọnwọ nke unọ Cuku; owebulu fa je n'ani Ṣaina n'unọ cuku-ya : owebuta ife afu-ga n'unọ àkù nke unọ cuku-ya. 3 Eze wegwa Aṣpenaz onye naci ndi-onozi-ya, ka ọkpọbata *ọnwọ* n'umu Israel, ọbunadu n'umu eze na ndi amalu afa-fa; 4 umu-ikoloọbia nenweọ ntupọ, ma fa ama nmá nkili, bulu ndi akuzili n'amamife nine, ndi malu ife ọmuma, ndi naghọta ife anama ama, ndi nwe-azi-li ike ikwu n'unọ eze; ka ọkuzie-azi-li fa ka akwukwọ ka asusu ndi Kaldea. 5 Eze wekeputalu fa okè fa ganenwe

Digitized by Google

n'ubọsi nime nni eze, na manya ọnala, si ka azụa fa arọ itọ; ka fa wekwulu n'iru eze n'isi-njedebe *arọ itọ* afu. 6 Nime ndia bu Daniel, na Hananaia, na Mịsael, na Azaraia, ndi si n'umu Juda puta. 7 Onye-isi ndi-onozi wegua fa afa: Daniel ka ọgulu Belteṣaza; Hananaia, Ṣedrak; Mịsael, Mịsak; Azaraia, Abednego. 8 Ma Daniel zubelu n'obi-ya na ya amemelu onweya na nni eze, na manya ọnala: ọweyọ isi ndi-onozi ka ọghalu imelu onweya. 9 Cuku weme ka Daniel nata afọ-ọma na ebele n'aka isi ndi-onozi. 10 Isi ndi-onozi wesi Daniel, Munwa natu egwu dinwenum bu eze, onye keputagolu ife-olili-unu na ife-ọlila-unu: makana kedu ka ogesi fu iru-unu ka fa gbalukalili *iru* ọgbọ-unu? unu eweme ka isim funarim n'aka eze. 11 Daniel wegwa isi-odibo, nke isi ndi-onozi melu ka ọbulu isi Daniel, Hananaia, Mịsael na Azaraia, si: 12 Biko, nwà ndi-odibo-i ubọsi ili; ka fa nye ayi ife akuku ka ayi lie, na mili ka ayi la. 13 Emesia ka enene udi-ayi n'iru i, na udi umu-ikọlọbia neli na nni eze; etu isi fu, *si nọfu* nemeso ndi-odibo-i. 14 Ọwenu onu-fa n'okwu a, wenwa fa ubọsi ili. 15 Ka ubọsi ili galu afu na udi-fa di nma, fa nwe abuba n'aru, kalisia umu-ikọlọbia ndi neli nni eze. 16 Isi-odibo afu webupu nni-fa, na manya fa akala, wenye fa ife akuku. 17 Umu-ikọlọbia inọ a, Cuku nyelu fa ọmuma-ife na nmuta n'akwukwọ na amamife nine: Daniel naghọta ọfù na nlọ nine. 18 Ka ubọsi eze kwulu ka akpọbata fa lulu, isi ndi-onozi wekpọta fa n'iru eze Nebukadneza. 19 Eze wekpanyebelu fa nkata; nime fa nine ọnwerọ onye afulu dika Daniel, Hananaia, Mịsael, na Azaraia: fa wekwulu n'iru

eze. 20 Nime okwu amamife na nghọta ọbuna, nke eze julu fa, ọfulu na fa ka ndi-ọde-akwukwọ na ndi-dibia-afa nine nọ n'ani-eze-ya nine nmá ugbolo ili. 21 Daniel wenọdide genye n'arọ izizi nke eze Sairọs.

2 1 N'arọ nke-iboa nke ocici Nebukadneza Nebukadneza lọ nlọ-ga; ewesogbue mọ-ya, ula wefepu n'anya-ya. 2 Eze wekwue ka akpọ ndi-ọde-akwukwọ, na ndi-dibia-afa, na ndi-anwansi, na ndi Kaldea, ka fa gwa eze nlọ-ya-ga. Fa webata kwulu n'iru eze. 3 Eze wesi fa, Alọlum nlọ, mọm natu uce ima isi nlọ afu. 4 Ndi Kaldea wesi eze n'asusu Siria, Ngi eze di ndu ebe-ebe: gwa ndi-odibo-i nlọ afu, na ayi gakọlu i isi-ya. 5 Eze weza si ndi Kaldea, Elofugom nlọ afu: ọbulu na unu emerọ ka mmalu nlọ afu na isi-ya, agegbulisi unu, unọ-unu gabu ikpo-afifia. 6 Ma ọbuluna unu akọ nlọ afu na isi-ya, unu ganata n'akam ife onyinye-ga na ife ine-ọlu na nuku nsọpulu: nyabu kọlunum nlọ afu na isi-ya. 7 Fa zakwasi *ya* nke ugbolo nabọ, si, Ka eze gwa ndi-odibo-ya nlọ afu, ayi gakọ isi-ya. 8 Eze weza, si, Amasigom na unu nacọkwu ọge, maka unu fulu na elofugom ife afu. 9 Ma ọbulu na unu emerọ ka mmalu nlọ afu, sọ ofu iwu dili unu: makana unu kwadebesili okwu así na nke lelu ule ikwu n'irum, genye mgbe ubọsi geji rughali: nyabu gwanum nlọ afu, agamama azi na unu genwe ike ikọlum isi-ya. 10 Ndi Kaldea weza n'iru eze, si, Ọnwerọ ofu onye efu n'enu uwa nke gakọ okwu eze: ebe eze ọbuna, *ma-ọbu* onye-isi, ma-ọbu onye naci ani, najunurọ ọde-akwukwọ ọbuna, ma-ọbu dibia-afa, ma-ọbu onye Kaldea, ife di nọfu. 11 Ọbu ife afunene ka eze naju, ọnwerọ onye

ọbuna pulu ikọ ya n'iru eze, belu ṣọ cuku-ga, ndi ebe-obibi-fa naburọ n'etiti madu. 12 Maka ifi nka eze wewebe iwe ajọ ọlu, wekwue ka egbusisia ndi amamife nine nke Babilon. 13 Iwu afu wejesa, ewejekọ igbu ndi amamife; fa wecọputa Daniel na ndi-otu-ya igbu fa. 14 Daniel wewelu uce na nghọta za Ariok ọci-agha ndi nce eze, ndi jekọ gegbu ndi amamife Babilon; 15 ọweza si Ariok ọci-agha eze, Maka gini ka iwu eze ji dika ngbu? Mgbe afu Ariok me ka Daniel malu ife a. 16 Daniel weba, *yọ* eze ka ọnye ya ọge, na ya gakọlu eze isi *nlọ* afu.

17 Mgbe afu Daniel jebelu na be-ya, me ka Hananaia, Misael, na Azaraia, ndi-otu-ya, malu ife a: 18 ka fa weyọba ebele n'aka Cuku nke enu-igwe maka ife nzuzo nunwa; ka Daniel na ndi-otu-ya ghalu isolu ndi amamife Babilon fọdulunu na n'iyi. 19 Ewekpughelu Daniel ife nzuzo afu n'ọfù ucici. Daniel wegozie Cuku nke enu-igwe. 20 Daniel weza, si, Ngọzi dili afa Cuku ebe-ebe ebe-ebe: makana amamife na ike bu nke Ya: 21 Yanwa nerughali ọge na ọge aka-ga-lu aka; Ọnewepu eze, tinyecie eze: Ọnewelu amamife nye ndi amamife, newelu ife ọmuma nye ndi malu nghọta: 22 Yanwa nekpughe ife di-ga omimi na ife di-ga nzuzo: Ọmalu ife di nime ọcici, ìfè binye-azi-li Ya. 23 Ekenem I, to azi I, Ngi Cuku nke nnam-fà, Onye nyelum amamife na ike, Nke me-azi-li ka mmalu ife ayi yọlu n'aka-I: makana Imego ka ayi malu okwu eze. 24 Daniel webaku Ariok, onye eze rọputalu igbusisi ndi amamife Babilon: ọje wegwa ya nọnwọ; Egbusi-ṣikwana ndi amamife Babilon: kpọlum je n'iru eze, na agamakọlu eze isi-*ya*.

Digitized by Google

25 Mgbe afu Ariok kpọtalu Daniel ọsisọ n'iru eze, wegwa ya nọnwọ, Afugom ofu nwoke nime umu ndi Juda adọlu n'agha, nke geme ka eze malu isi nlọ-ya. 26 Eze afu weza si Daniel, onye afa-ya bu Beltẹsaza, Igenwe ike ime ka mmalu nlọ mfulu, na isi-ya ka? 27 Daniel weza n'iru eze, si, Ife nzuzo nke eze julunu ka ndi amamife, na ndi-dibia-afa, na ndi-ọde-akwukwọ, na ndi-anwansi, enwerọ ike ikọlu eze; 28 ma Cuku di n'enu-igwe Nke nekpughe ife nzuzo, Ọmego ka eze Nebukadneza malu ife geme ọdi-n'iru. Nlọ-i, na ọfù nke isi-i n'enu àkwà-i, di-ga nwọ: 29 Nginwa, eze, ilolo-i bialu *n'uce-i* n'enu àkwà-i, ife geme ọdi-n'iru: Onye nekpughe ife nzuzo-ga emego i ka imalu ife gemenu. 30 Ma munwa, ekpugherọlum ife nzuzo a maka ifi na enwelum amamife kalia ife ọbuna di ndu, ma ka eweme ka eze malu isi-ya, na ka iwemalu ilolo-ga nke obi-i. 31 Nginwa, eze, fulu, ne ofu nuku ife yili madu. Ife a, nke di ike, na nke ngbupu-ya magbulu onweya, kwulu n'iru i; udi-ya di egwu. 32 Ife a, isi-ya bu nke ọmalica ọna-edo, obi-ya na ọgwe-aka-ya *bu* nke ọna-ọca, afọ-ya na úkwù-ya *bu* nke ọna-ọku, 33 ọgwe-ukwu-ya *bu* nke ígwè, úkwú-ya ọnwọ *bu* ígwè, ọnwọ *bulu* ulọ. 34 Iwenedide ewewaputa ofu nkpuma anejirọ aka *wa*, nke tili ife afu n'úkwú-ya nke bu ígwè na ulọ, tilisia fa. 35 Mgbe afu ka etilisili ígwè, na ulọ, na ọna-ọku, na ọna-ọca, na ọna-edo, n'ofu, fa di ka igbogbo nke ebe izọca ọka n'ọkọci; ifufe wefecapu fa, ọnọdu ọbuna adirọlu fa: nkpuma afu nke tikpọlu ife afu webulu ofu nuku ugwu, weju uwa nine. 36 Nka bu nlọ afu; ayi gakọ isi-ya n'iru eze. 37 Nginwa, eze, bu eze ndi-eze, onye Cuku nke

enu-igwe nyelu ani-eze, na àkù, na ike, na otuto; 38 ebe umu madu ebina, ka Onyelu n'aka-i ka anu ofia ka anu-ufe nke igwe, me i ka inaci fa nine: nginwa bu isi ona-edo afu. 39 Nke i gasia ani-eze ozo gebini nke gadikalili i ani; ani-eze nke-ito *nke gabu* nke ona-oca *gebini* azi, nke gaci uwa nine. 40 Ani-eze nke-ino gadi ike ka ígwè: ebe ígwè tilisili pialisia ife nine: na dika ígwè nke gwelisili ife nine a, *nofu* ka ogesi tilisi gwelisia. 41 Ebe ifulu úkwú-ya na nkpisi-ukwu-ya, onwo ulo okpu-ite, onwo nke ígwè, ogabu ani-eze ekewalu ekewa; ma ike ígwè onwo gadi ya, ebe ifulu na agwakolu ígwè na ulo. 42 Na etu nkpisi-ukwu onwo bu ígwè, onwo *bulu* ulo, nofu ka ani-eze afu gesi di ike nbubo, nbubo adiro ntulu ntiwa. 43 Ebe ifulu na agwakolu ígwè na ulo, fa na nkpulu nke madu gagwako onu; ma fa amanyakudo ibe-fa, etu amanesi gwako ígwè na ulo. 44 N'ubosi ndi-eze afu ka Cuku nke enu-igwe gakwuba ofu ani-eze, nke amanemebinata ebe-ebe, nke anarapulu ndi ozo ani-eze-ya; ma ogetilisi kpocapu ani-eze afu nine, *ani-eze* afu gakwulu ebe-ebe. 45 Ebe ifulu na awaputalu ofu nkpuma n'ugwu anejiro aka *wa*, na otilisili ígwè, na ona-oku, na ulo, na ona-oca, na ona-edo; nuku Cuku emego ka eze malu ife geme odi-n'iru: nlo afu bu ezie, iko-isi-ya kwesili ncekwube. 46 Mgbe afu ka eze Nebukadneza ji dakpudo iru n'ani, sekpubelu Daniel, gwa fa ka fa ce ife onyinye na ife isi-uso n'iru ya. 47 Eze weza Daniel, si, N'ezi-okwu Cuku-unu bu Cuku nwe cuku *nine*, na Dinwenu ndi-eze, na Onye nekpughe ife di-ga nzuzo, ebe inwelu ike ikpughe ife nzuzo a. 48 Mgbe afu ka eze ji me Daniel nuku, nye ya

imelime nuku onyinye, me ya ka ọciba ani Babilon nine, ka ọbulu isi ndi naci ndi amamife nine nke Babilon. 49 Daniel weyọ eze, ọweka Ṣedrak, Miṣak, na Abed-nego, ibu isi ani Babilon: ma Daniel nọ n'ọnu-uzọ-ilo eze.

3 1 Eze Nebukadneza kpulu alusi ọna-edo, nke enu-ya di ọgu kubit itọ, obodobo-ya di kubit isi: ọkwuba ya ọtọ n'ani ntela nke Dura, n'ani Babilon. 2 Eze Nebukadneza wezie ka agakpọkọba ndi nọ anya eze, na ndi naci aci, na ndi-isi, na ndi-isi anwansi, na ndi nedozi àkù, na ndi nara alo, na ndi ikpe, na ndi nine naci ani, ka fa bia n'ido alusi nke eze Nebukadneza kwubaluli nsọ. 3 Mgbe afu ka ndi nọ anya eze, na ndi naci aci, na ndi-isi, na ndi-isi anwansi, na ndi nedozi àkù, na ndi nara alo, na ndi ikpe, na ndi nine naci ani, gbakọbalu n'ofu n'ido alusi nke eze Nebukadneza kwubaluli nsọ; fa wekwulu n'iru alusi afu nke eze Nebukadneza kwubaluli. 4 Onye nkwusa wekpọsie nkpu ike, Unu ndi *di n'ice n'ice*, na mba-ga, na asusu-ga, ka agwalu, 5 na mgbe unu nulu onu ogbo, na nke ọja, na nke ubọ akwala, na nke *ubọ* sakbọt, na nke une, na nke dọlsima, na nke ubọ nine di ice ice, unu da n'ani ka unu sekpubelu alusi ọna-edo nke eze Nebukadneza kwubagolu: 6 onye ọbuna nadarọ sekpuelu ka agatunye n'ofu amani afu nime obo ọku nenwu ajọ ọlu. 7 Nyabu mgbe afu, mgbe ndi afu nine nulu onu ogbo, na nke ọja, na nke ubọ akwala, na nke *ubọ* sakbọt, na nke une, na nke ubọ nine di ice ice, ka ndi afu nine, mba-ga, na asusu-ga, da n'ani sekpubelu alusi ọna-edo nke eze Nebukadneza kwubaluli. 8 Nyabu n'ọge afu ndi Kaldea ọnwọ kpudebe nso, bo ndi Ju ebubo. 9 Fa zalu eze Nebukad-

neza, si, Ngi eze, di ndu ebe-ebe. 10 Nginwa, eze, delu iwu, na onye ọbuna ganu onu ogbo, na nke ọja, na nke ubọ akwala, na nke *ubọ* sakbọt, na nke une, na nke dọlsima, na nke ubọ nine di ice ice, na ọgada n'ani sekpuelu alusi ọna-edo: 11 na onye nadarọ sekpuelu ya, ka agatunye nime obo ọku nenwu ajọ ọlu. 12 Ndi Ju ọnwọ di ndi ikalu ibu isi ani Babilon, Ṣedrak, Mịsak, na Abed-nego; ndikom ndia anurọ onu-i, ngi eze: fa adefe cuku-i-ga, nke fa nesekpulu alusi ọna-edo nke ikwubagolu. 13 Mgbe afu Nebukadneza welu ọnuma-ya na iwe di ọku kwue ka akpọta Ṣedrak, Mịsak, na Abed-nego. Mgbe afu fa kpọtalu ndikom ndia n'iru eze. 14 Nebukadneza za si fa, Unu kpacalu anya, unu Ṣedrak, Mịsak na Abed-nego, na unu adefe cukum, nke unu nesekpulu alusi ọna-edo mkwubagolu ka? 15 Nyabu ọbuluna unu akwadebego na mgbe unu nulu onu ogbo, na nke ọja, na ubọ akwala, na *ubọ* sakbọt, na une, na dọlsima, na nke ubọ nine di ice ice, na unu gada n'ani sekpuelu alusi afu nke mmebelu, *ọdi nma:* ma ọbuluna unu esekpurọ, agatunye unu n'ofu amani afu n'obo ọku nenwu ajọ ọlu; onye bu cuku afu nke ganaputa unu n'akam? 16 Ṣedrak, Mịsak, na Abed-nego, weza, si eze, Ngi Nebukadneza, ọdirọ ayinwa nkpa iza i ife n'okwu a. 17 Ọbuluna ọdi *nọfu*, Cuku-ayi Onye ayinwa nefe nwelu ike inaputa ayi nime obo ọku nenwu ajọ ọlu; Ọganaputa ayi n'aka-i, ngi eze. 18 Ma ọmezi, malu nka, ngi eze, na ayi amefe cuku-i-ga, nke ayi nesekpulu alusi ọna-edo nke ikwubalu. 19 Mgbe afu ka eze Nebukadneza ji juputa n'ọnuma, udi iru-ya werughalia n'aru Ṣedrak, Mịsak, na Abed-nego: ọweza, si ka fa kpọnwue obo ọku afu ugbolo isa

kalia etu anakpọnwu ya-li. 20 Ọwegwa dinkpa ufọdu di n'usu ndi agha ya ifiedo Ṣedrak, Miṣak, na Abed-nego, na itunye fa nime obo ọku nenwu ajọ ọlu. 21 Mgbe afu ka efielu ndikom ndia fa na afe-úkwú-fa, na ákwà isi fa, na otogbo-fa, na afe *ọzọ* fa-ga, ewetunye fa nime obo ọku nenwu ajọ ọlu. 22 Nyabu maka ifi na okwu eze adika ike, obo ọku azi di ajọ ọku, ilele ọku afu wegbue ndikom ndi bulu Ṣedrak, Miṣak, na Abed-nego. 23 Ndikom itọ ndia, Ṣedrak, Miṣak, na Abed-nego, da n'ani fa na agbu nime obo ọku nenwu ajọ ọlu. 24 Mgbe afu ka oji tu eze Nebukadneza n'anya, ọwelu ọsisọ binie: ọweza, si ndi nra-alo, Ọburọ nwa madu itọ efielu agbu ka ayi tunyelu nime ọku? Fa weza, si eze, *Ọbu* ezie, eze. 25 Ọweza, si, Ne, munwa fulu madu inọ atọpulu atọpu, nejeghali n'etiti ọku, ma emeluro fa aru; udi onye nke-inọ di ka nwa nke cuku-ga. 26 Mgbe afu Nebukadneza kpudebe n'ọnu obo ọku nke nenwu ajọ ọlu: ọweza, si, Ṣedrak, Miṣak, na Abed-nego, unu ndi-odibo Cuku Kasi Enu, putanu, bianu. Mgbe afu Ṣedrak, Miṣak, na Abed-nego, si nime obo ọku puta. 27 Ndi nọ anya eze, na ndi naci aci, na ndi-isi, na ndi nra-alo eze, ebe fa gbakọbalu ọnu, fa fu ndikom ndia, na ọku enweio ike n'aru-fa, nke ọku nanaca ntutu isi-fa, nke afe-úkwú-fa nerughali, nke ísì ọku nelu fa aru. 28 Nebukadneza zalu, si Ngọzi dili Cuku nke Ṣedrak, Miṣak, na Abed-nego, Onye zitalu mọ-ozi-Ya, wenaputa ndi-odibo-Ya ndi cekwubelu Ya, rughalia okwu eze, ralu aru-fa nye, ka fa ghalu ifè ma-ọbu isekpulu cuku ọbuna, belu sọ Cuku-fa. 29 Nya ka mji ti iwu, na ndi ọbuna, ma-ọbu mba, ma-ọbu asusu, nke kwufielu ife ọbuna medide

Cuku nke Ṣedrak, Miṣak na Abed-nego, na agebelisi fa, welu unọ-fa me ikpo-afifia: makana ọdirọ cuku ọzọ nwelu ike inaputa etu a. 30 Mgbe afu ka eze melu ka ife nagalu Ṣedrak, Miṣak, na Abed-nego, n'ani Babilon.

4 1 Eze Nebukadneza degalu ndi nine, na mba nine, na asusu nine ndi bi n'uwa nine; ndokwa bawanyelu unu. 2 Ọdim ka ọbu ife di nma igosi ife ama na ọlu ebube nke Cuku Kasi Enu lugolum. 3 Nekene ka ife-arima-Ya-ga si buka! nekene ka ọlu-ebube-Ya-ga si di ike! ani-eze-Ya bu ani-eze ebe-ebe, ebe Ọnaci *nadidide* na ndudugandu nine.

4 Munwa Nebukadneza nezululi ike na bem, ife nagalum ọfuma n'unọm. 5 Afulum nlọ tulum egwu; ilolo *mlolu* n'enu àkwàm na ọfù-ga nke isim nesogbum. 6 Nya ka mji tie iwu ka akpọta ndi amamife nine nke Babilon n'irum, ka fa me ka mmalu isi nlọ afu. 7 Mgbe afu ka ndi-ọde-akwukwọ, na ndi-dibia-afa, na ndi Kaldea, na ndi-anwansi batalu: munwa wekọlu fa nlọ afu; ma fa emerọm ka mmalu isi-ya. 8 Ma n'ikpe-azu Daniel bata n'irum, onye afa-ya bu Belteṣaza, dika afa cukum *si di*, onye mọ nke cuku di-ga nsọ di azi nime ya: mwekọlu ya nlọ afu, *si*, 9 Ngi Belteṣaza, onye naci ndi-ọde-akwukwọ, makana munwa malu na mọ nke cuku di-ga nsọ di nime i, na ọnwerọ ife nzuzo ọbuna nesogbu i, kọlum ọfù-ga nke nlọm nke mfugolu, na isi-ya. 10 Nọnwọ ka ọfù nke isim si di-ga n'enu àkwàm: afulum, ne, ofu osisi di n'etiti uwa, enu-ya rili nne. 11 Osisi afu so, di ike, enu-ya lulu n'enu-igwe, anesi n'ebe uwa nine jedebelu afu ya. 12 Akwukwọ-ya-ga malu nma, nkpulu-ya rili nne, nni di azi ya nke zulu

ife nine: anu ọfia neze ndo n'okpulu ya, anu-ufe nke ígwé bi na ngadaba-ya-ga, eji ya azu ife nine. 13 Mwefu n'ọfù-ga nke isim n'enu àkwàm, ne, ofu onye nce onye di nsọ si n'enu-igwe zidata. 14 Ọkpọsie ike, kwue nọnwọ, si, Gbutuenu osisi afu, gbukapusia ngadaba-ya-ga, zizipu akwukwọ-ya-ga, kpasasia nkpulu-ya: ka anu ọfia si n'okpulu ya pua, ka anu-ufe si na ngadaba-ya pua azi. 15 Ma rapu ọgwe nkpọlọgwugwu-ya n'ani, ọbunadu n'ife nfiedo nke ígwè na ọna-ọku, n'afifia ndu nke ọzala; ka igiligi nke ígwé de ya, ka okè-ya dinyelu anu n'afifia nke ani: 16 ka erughalia obi-ya ka ọghalu ibuzi *obi* madu, ka ewelu obi anu wenye ya; ka arọ isa gafe ya. 17 Ikpe a sitelu n'iwu ndi nce, ife a sitelu n'okwu ndi di nsọ: ka onye di ndu wemalu na Onye Kasi Enu naci n'ani-eze madu, welu ya nye onye sọlu Ya, newelu onye dikalisili ani eme isi-ya. 18 Ọbu nlọ nka ka munwa eze Nebukadneza fulu: nginwa, Belteṣaza, kọlu isi-ya, ebe ndi amamife nine di n'ani-ezem nenwerọ ike ime ka mmalu isi-ya; ma nginwa nwelu ike, makana mọ nke cuku di-ga nsọ di nime i.

19 Mgbe afu ọtulu Daniel, onye afa-ya bu Belteṣaza, n'anya nwa ọge, ilolo uce cebe ya. Eze weza, si, Belteṣaza, ka nlọ, ma-ọbu isi-*ya*, ghalu ice i uce. Belteṣaza weza, si, Dinwenum, nlọ afu dili ndi kpọlu i asi, isi-ya dili ndi nemedide i. 20 Osisi afu nke ifulu, nke solu, di ike, nke enu-ya lulu n'ígwé, uwa nine fu ya; 21 nke akwukwọ-ya maga-lu nmá, nkpulu-ya rie nne, nni di azi ya nke zulu ife nine; nke anu ọfia nebi n'okpulu ya, na nke anu-ufe nke igwe bi na ngadaba-ya-ga: 22 *osisi* afu bu nginwa, eze, isoputalu di ike: makana idinuku-i solu, lue n'enu-igwe, ebe inacu *lulu* n'ebe

uwa jedebelu. 23 Ebe eze fulu ofu onye nce di nsọ ka osi n'enu-igwe nezidata, nasi, Gbutuenu osisi afu, bibie ya; ma rapu ọgwe nkpọlọgwugwu-ya-ga n'ani, ọbunadu n'ife nfiedo nke ígwè na ọnaọku, n'afifia ndu nke ọfia; ka igiligi nke ígwé de ya, ka okè-ya dinyelu anu ọfia, arọ isa ewegafe ya; 24 nka bu isi-ya, ngi eze, nke afu bu iwu Onye Kasi Enu, nke dakwasili dinwenum eze: 25 na agesi n'ebe madu bi cupu i, na ebe-obi-i gadinyelu anu ọfia, na ageme i ka inata afifia ka efi, igiligi nke ígwé ganede i, arọ isa gagafe i; iwemalu na Onye Kasi Enu naci n'ani-eze madu, welu azi ya nye onye sọlu Ya. 26 Ebe fa si ka arapu ọgwe nkpọlọgwugwu-ga nke osisi afu; ani-eze-i gakwusili i ike, ma imasia na enu-igwe naci. 27 Nyabu, ngi eze, ka alom bulu ife gasọ i, welu ezi omume bepu njọ-i-ga, welu imelu ndi ebudalu ebuda ebele bepu ajọ omume-i; ike na ndokwa gadililikwu i. 28 Ife nine a dakwasili eze Nebukadneza. 29 Ka ọnwa maboa gasili ọnejeghali n'enu unọ eze nke di na Babilon. 30 Eze weza, si, Nka aburọ nuku Babilon, nke munwa lulu ka ọbulu unọ-be eze, sitena ike nke umem na maka ifi otuto nke ebubem? 31 Ka okwu difu eze n'ọnu, ofu onu si n'enu-igwe da, *si*, Ngi eze Nebukadneza, ọbu ngi ka agwalu: ani-eze apugo n'aka-i. 32 Agesi n'etiti madu cupu i, ebe-obi-i gadinyelu anu ọfia; ageme i ka ita afifia dika efi, arọ isa gagafe i; iwemalu na Onye Kasi Enu naci n'ani-eze madu, welu ya nye onye sọlu Ya. 33 N'ofu amani afu ka ife afu lelu n'aru Nebukadneza: ewesi n'etiti madu cupu ya, ọweta afifia dika efi, igiligi nke ígwé wede aru-ya, genye na ntutu isi ya solu dika *ugbene* ugo, mbọya-ga dika *mbọ* nnunu. 34 N'isi-njedebe ubọsi

afu-ga munwa Nebukadneza wenie anyam n'enu-igwe, ucem wenatakutam, mwegọzie Onye Kasi Enu, mweto sọpulu azi Onye di ebe-ebe; makana ọcici-Ya bu ọcici ebe-ebe, ani-eze-ya *nadidide* na ndudugandu nine: 35 ndi nine bi n'uwa ka agunyelu n'ife nkiti: Ọneme ka osi sọ Ya n'usu enu-igwe, na etiti ndi bi n'uwa: ọnwerọ nke ganarapu n'aka-Ya, ma-ọbu si Ya, Gini ka Ineme? 36 N'ofu ọge afu ka ucem cighakutelum; maka otuto ani-ezem, ebubem na ọmumum cighakutem; ndi nra-alom na ndi bu diñwenu n'okpulum nacọm; mwekwusie ike n'ani-ezem, ewetiwanyelum idi-nuku nke kacasinu. 37 Kita munwa Nebukadneza neto, nebuni, nasọpulu Eze nke enu-igwe; makana ọlu-Ya nine bu ezi-okwu, uzọ-Ya bu-ga ikpe: ndi ji ngala ejeghali Ọnwelu ike ibuda fa.

5 1 Eze Belṣaza sili nnu ndicie-ya nabọ na iruli nuku olili, la azi manya-*fain* n'iru nnu nabọ na iruli afu. 2 Belṣaza, ka ọnenene manya afu, ọsi ka acita aya ọna-edo na ọna-ọca nke Nebukadneza nna-ya kpotalu n'unọ nsọ di na Jerusalem; ka eze afu na ndicie-ya, na inyeme-ya na ndi ọnayi, wela nime fa. 3 Mgbe afu fa cita aya ọna-edo ekpotalu n'unọ nsọ nke unọ Cuku di na Jerusalem; eze afu na ndicie-ya, na inyeme-ya na ndi ọnayi, wela nime fa. 4 Fa la manya, tobe cuku-ga nke ọna-edo, na nke ọna-ọca, na nke ọna-ọku, na nke ígwè, na nke osisi, na nke nkpuma. 5 N'ofu amani afu nkpisi-aka madu puta, wede na nkelita-iru ọku-ukpe n'enu ife etelu n'aja-odido unọ eze: eze wefu akuku aka afu nedenu. 6 Mgbe afu iru usọ eze rughalia nime ya, uce cebe ya; nkwonkwo úkwù-ya tọpusia, nkpili-ukwu-ya nakukọlita onwefa ọnu. 7 Eze kpọsie nkpu ike

ka akpọbata ndi-dibia-afa, na ndi Kaldea, na ndi-anwansi. Eze weza, si ndi amamife nke Babilon, Onye ọbuna gagu ife a edelu, kọlum isi-ya, ka age-yibe afe ododo, ogeyi iyagba ọna-edo n'onu-ya, bulu onye nke-itọ n'ici ani-eze. 8 Mgbe afu ndi amamife nine nke eze bata: ma fa apurọ igu ife edelu, nke fa neme ka eze malu isi-ya. 9 Mgbe afu owuta eze Belṣaza agadaga, iru usọ ya rughalia n'aru ya, ọgba ndicie-ya ghali. 10 Eze nwayi ji maka okwu eze na ndicie-ya weba n'unọ ọlila-manya: eze nwayi weza, si, Ngi eze, di ndu ebe-ebe; ecena uce, nke iru usọ i nerughali: 11 ofu nwoke di n'ani-eze-i, nke mọ nke cuku di-ga nsọ di nime ya; n'ubọsi nke nna-i ka afulu ìfè na nghọta na amamife n'aru ya, dika amamife cuku-ga: eze Nebukadneza nna-i, eze afu, *ka mkwulu*, nna-i, melu ya ka ọciba ndi-ọde-akwukwọ, na ndi-dibia-afa, na ndi Kaldea, na ndi-anwansi; 12 ebe mọ ọma, na ọmuma-ife, na nghọta, na ikọ isi nlọ-ga, na igosi okwu di-ga omimi, na itọpu ife gbalu ghali, ka afulu n'aru Daniel afu, onye eze gulu afa-ya Belteṣaza. Nyabu ka akpọ Daniel, na ọgakọ isi-ya.

13 Mgbe afu akpọbatalu Daniel n'iru eze. Eze weza, si Daniel, Ọbu nginwa bu Daniel afu, nke bu ofu nime umu Juda adọlu n'agha, ndi nnam bu eze si na Juda kpọta ka? 14 Anugom maka i, na mọ nke cuku-ga di nime i, na afulu ìfè na nghọta na amamife kacasi nma nime i. 15 Nya-bu na akpọbatạgo ndi amamife, ndi-dibia-afa, n'iram, ka fa gua ife edelu nwọ, me ka mmalu isi-ya: ma fa apurọ ikọ isi ife a. 16 Ma munwa nulu maka i, na inwelu ike ikọ isi ife, na itọpu ife gbalu ghali: nyabu ọbuluna ipulu igu ife edelu

nwọ, me-azim ka mmalu isi-ya, ageyibe i afọ ododo, igeyili iyagba ọna-edo n'onu-i, bulu onye nke-itọ n'ici ani-eze. 17 Mgbe afu Daniel zalu, kwue n'iru eze, si, Ngi n'onwei nalu ife-onyinye-i-ga, nye onye ọzọ ife-ine-ọlu-i-ga; ma agamagulu eze ife edelu, me ka ọmalu isi-ya. 18 Nginwa eze, Cuku nke Kasi Enu nyelu Nebukadneza nna-i ani-eze a, na idi-nuku, na otuto, na ebube: 19 maka ifi idi-nuku Ọnyelu ya, ndi nine, na mba nine, na asusu nine nama aru nni natu egwu n'iru ya: onye ọcọlu *igbu* ogbue, onye ọcọlu *idebe ndu* ọdebe; onye ọcọlu *ibunita* obunita, onye ọcọlu *ibuda* obuda. 20 Ma ka ebunitalu obi-ya, me ka mọ-ya sie ike ime ife ngala, esi n'ukpo eze ya buda ya, fa wenapu ya otuto-ya: 21 ewesi n'etiti umu madu cupu ya; me ka obi-ya di ka nke anumanu, ebe-obi-ya dinyelu anyinya ọfia-ga; ewewelu afifia nazu ya ka efi, igiligi nke ígwé de aru-ya: genye na mgbe oji wemalu na Cuku nke Kasi Enu naci n'ani-eze madu, na Ọneme onye sọlu Ya isi-ya. 22 Nginwa, Belṣaza, nwa-ya, ebudataro obi-i, ọbu ezie na imalu ife nine a; 23 ma ibunitago onwei medide Dinwenu nke enu-igwe; fa acitago azi aya nke unọ-Ya n'iru i, nginwa na ndicie-i, na inyeme-i na ndi inayi, lalu manya nime fa; itogo azi cuku-ga nke ọna-ọca, na ọna-edo, na ọna-ọku, na ígwè, na osisi, na nkpuma, nke nadafu uzọ, nke fa nanu ife, nke fa nama ife: ma Cuku afu ume-i di n'aka-Ya, na Onye uzọ-i nine bu nke Ya, ka inenyerọ otuto: 24 mgbe afu ka ezipulu akuku aka afu n'iru ya, edelu ife a. 25 Nka bu ife edelu, MENE, MENE, TEKEL, UFASIN. 26 Nka bu isi ife afu: MENE; Cuku agusigo ani-eze-i ọnu, me ka ọgwusia. 27 TEKEL; esìgo i n'ife nsi-ama, afu-

lu na ilurọ elu. 28 PERES; ekego ani-eze-i, nye ndi Midia na ndi Pasia. 29 Mgbe afu ka eze Belṣaza kwulu, fa weyibe Daniel afe ododo, yibe ya iyagba ọna-edo n'onu-ya, wekwusa maka ya, na ọgabu onye nke-itọ n'ici ani-eze. 30 N'ucici afu ka egbulu Belṣaza eze Kaldea. 31 Daraiọs onye Midia wenata ani-eże, ka ọgbalu ọgu arọ itọ na ibọa.

6 1 Ọsọlu Daraios ime ọgu madu isi ndi nọ anya eze isi n'ani-eze, ndi ganọ n'akuku ani-eze nine; 2 na ime ndi-isi itọ isi-fa, nke Daniel bu ofu nime fa; ka ndia nọ anya eze netinye okwu n'iru fa, ka ọghalu inwe ife gemebinari eze. 3 Mgbe afu ka amalu afa Daniel nunwa n'etiti ndi-isi afu na ndi nọ anya eze afu, makana mọ ọma ka afulu nime ya; eze wezube ime ya isi ani-eze nine. 4 Mgbe afu ndi-isi na ndi nọ anya eze cọlu ka fa fu ife iji medide Daniel maka ani-eze; ma fa apurọ icọta ife ọbuna ma-ọbu ife ita-uta; makana yanwa di ncekwube, ọnwerọ njefie ma-ọbu ife ita-uta afulu n'aru ya. 5 Mgbe afu ka ndikom afu ji si, Ayi amafu ife iji medide Daniel nunwa, belu sọ ma ayi fulu *ife iji* medide ya n'okwu iwu Cuku-ya. 6 Mgbe afu ka ndi-isi na ndi nọ anya eze ndia gbakọbalu n'ebe eze nọ, wegwa ya nọnwọ, si, Eze Daraios, di ndu ebe-ebe. 7 Ndi-isi nine nke ani-eze, ndi naci aci na ndi nọ anya eze, na ndi nara alo na ndi-isi, ralu alo n'ofu ka eze tọ ofu ukpulu, tie iwu sili ike, na onye ọbuna nke gayọ ayiyọ n'aka cuku ọbuna ma-ọbu madu oru ubọsi na ili, belu sọ n'aka i, ngi eze, na agatunye ya n'onunu agaba. 8 Nyabu, ngi eze, me ka iwu afu sie ike, denye afa-i n'akwukwọ a, ka ọghalu igha agha, etu iwu ndi Midia na ndi Pasia si di, nke nadagafe

agafe. 9 Nya ka eze Daraiọs ji denye afa n'akwukwọ afu na iwu afu. 10 Ka Daniel malu na edenyego afa n'akwukwọ afu, ọnaba be-ya ; (windo-ya ghe-ga-lu ọghe n'ime-unọ-ya dolu iru na Jerusalem ;) ọnesekpulu ani na nkpili-ukwu-ya ugbolo itọ ofu mbọsi, nekpe ekpelu, nenye ekene n'iru Cuku-ya, dika osi emeli ẹbo. 11 Mgbe afu ndikom ndia gbakọba ọnu, fu Daniel ka ọnayọ ayiyọ naziza n'iru Cuku-ya. 12 Mgbe afu fa kpudebelu nso, kwue n'iru eze maka iwu eze; Idenyerọ afa nime iwu, ka atunye onye ọbuna gayọ cuku ọbuna ma-ọbu madu ayiyọ n'oru ubọsi na ili, belu sọ i, ngi eze, n'onunu agaba ka ? Eze weza, si, Ife afu bu ezie, etu iwu ndi Midia na ndi Paṣia si di, nke nadagafe agafe. 13 Mgbe afu fa zalu n'iru eze, si, Daniel nu, nke bu ofu nime umu Juda adọlu n'agha, agbanyerọ i, ngi eze, nke *ọnagbanye* iwu idenyegolu afa, ma ọnayọ ayiyọ ugbolo itọ ofu mbọsi. 14 Mgbe afu eze, ka ọnulu okwu ndia, ọsọrọ ya nca, ọfiekwa obi-ya inaputa Daniel : ọwegbadide mbọ idọputa ya genye n'ọdida anya-anwu. 15 Mgbe afu ka ndikom ndia gbakọbalu ọnu n'ebe eze nọ, wesi eze, Malu, ngi eze, na ọbu iwu ndi Midia na ndi Paṣia, na aderughali iwu ọbuna ma-ọbu ukpulu ọbuna nke eze tọlu. 16 Eze wekwue, fa wekpọta Daniel, tunye ya n'onunu agaba. Eze weza, si Daniel, Cuku-i Nke nginwa nefe mgbe nca, Yanwa ganaputa i. 17 Ewebuta ofu nkpuma, tukwasi ya n'ọnu onunu afu ; eze wewelu ife iri-ama nke ya, na nke ndicie-ya, weria ya ama; ka aghalu irughali ife ọbuna maka Daniel. 18 Mgbe afu eze nabalu n'unọ-ya, webue ọnu ogonogo ucici : ebutarọ ubọ egwú n'iru ya : ula wefepu ya n'anya. 19 Mgbe afu eze

binili n'uzọ ututu, wegbaga ọsisọ n'onunu agaba. 20 Ka ọkpudebelu nso onunu n'ebe Daniel nọ, ọkpọ oku n'onu ákwá: eze za, si Daniel, Ngi Daniel, odibo Cuku di ndu, Cuku-i, Nke nginwa nefe mgbe nca, nwekwọlu ike inaputa i n'aka agaba? 21 Mgbe afu Daniel sili eze, Ngi eze, di ndu ebe-ebe. 22 Cukum ezitago mọ-ozi-Ya, kpucie ọnu agaba-ga, fa emelurọm aru: makana afulu émé-njọ n'arum n'iru Ya; n'iru i azi, ngi eze, emefierọm ife ọbuna. 23 Mgbe afu ka eze ṅulili agadaga aṅuli, gwa fa ka fa si n'onunu kpugota Daniel. Ewekpugọta Daniel n'onunu, afurọ ofu ilu-aru ọbuna n'aiu ya, makana ocekwubeluli Cuku-ya. 24 Eze wekwue, fa wekpọta ndikom ndi bolu Daniel ebubo, tunye fa, ka fa n'onwefa, ka umu-fa, ka inyeme-fa, n'onunu agaba; agaba wenwe ike n'aru fa, talisia ọkpukpu-fa nine, tupu fa elu n'ani onunu.

25 Mgbe afu eze`Daraiọs degalu ndi *nine*, na mba nine, na asusu *nine*, ndi bi n'uwa nine, akwukwọ; Ndokwa bawanyelu unu. 26 Etiem iwu, na ebe nine anaci n'ani-ezem ka aru nama madu nni ka fa natu egwu n'iru Cuku nke Daniel: makana Yanwa bu Cuku di ndu, nakwudide ebe-ebe, ani-eze-Ya bu nke amanemebi emebi, ọcici-Ya *gadidide* genye n'isi-njedebe: 27 Ọnanaputa nadọputa, Ọneme ife arima na ife ebube n'enu-ígwe na uwa; Onye naputagolu Daniel n'aka agaba-ga. 28 Ọwenagalu Daniel nunwa n'ọcici Daraiọs, na ọcici Sairọs onye Paṣia.

7 1 N'arọ izizi nke Belṣaza eze Babilon Daniel lọlu nlọ fu azi ọfù-ga nke isi-ya n'enu àkwà-ya: mgbe afu ka oji de nlọ afu wekọ akukọ okwu afu-ga. 2 Daniel weza, si, Afulum n'ọfùm

n'ucici ne, ifufe inọ nke enu-igwe fekwasili n'enu nuku orimili nnu. 3 Nuku anu inọ wesi nime orimili nnu afu rọgota, di ice ofu n'aka ibe-ya. 4 Nke izizi di ka agaba, nwe nku ugo : mwenene genye na mgbe eji kwopu nku-ya, ewesi n'ani bunie ya, me ya ka ọkwulu ọtọ n'ukwu nabọ dika madu, ewenye ya obi madu. 5 Ne anu ọzọ, nke-ibọa, yili bea, ebunitalu ya n'ofu akuku, ọgiliga itọ di n'ọnu-ya n'etiti ézé-ya-ga: fa wesi ya nọnwọ, Binie, libe imelime anu. 6 Ka nka gasili mfu, ne, anu ọzọ, dika awọlọ, nke nwelu nku inọ nke nnunu n'azu-ya; anu afụ nwe-azi-li isi inọ; eme ka ọnaci aci. 7 Ka nka gasili mfukwasi n'ofù-ga nke ucici, ne anu nke-inọ, di egwu di azi ike, nwe ajọ ume; ọnwelu nuku ézé-ga nke ígwè: ọnatali nadọli; nazọtu ife fọdulunu n'ukwu-ya: ọdi ice n'anu nine bu ya uzọ; ọnwelu mpi ili. 8 Mcigha uce na mpi afu-ga; ne, mpi ọzọ waputa n'etiti fa, nke afu bu ọbele, nke eroputalu mpi itọ na mpi nke izizi-ga n'iru-ya: ne, anya-ga nke di ka anya madu di nime mpi nka, na ofu onu nekwu nuku ife-ga. 9 Mwenene ewedọba ukpoga, ofu onye tọluli ọtutọ nọkwasi ya: afe-ya nenwu dika sno, ntutu di ya n'isi di ka aji anu ọca; ukpoya bu ilele ọku, wil-ya bu-ga ọku nenwu enwu. 10 Ọku dika mili iyi waputalu rulu bia n'iru ya: nnu kwulu nnu nefe ya, ula-nnu kwulu ula-nnu kwulu n'iru ya: ebido ikpe, asaghe akwukwọ-ga. 11 Mnene n'ọge afu maka ifi onu nuku ọkwu-ga nke mpi afu kwulu; mnenelili ewegbue anu afu, emebili aru-ya, welu ya nye ka esule ya ọku. 12 Anu ọzọ-ga fọdulunu, anapulu nke fa naci: ma ewetekwulu ndu-fa aka ọge ọnwọ. 13 Mfu n'ofù-ga nke ucici, ne, ofu onye dika nwa nke madu ji

ulukpu nke ígwé bia, ọbialulu onye afu nke tọlu ọtutọ aru, fa kpọdebe ya n'iru ya. 14 Ewenye ya ọcici, na otuto, na ani-eze, ka ndi nine, na mba *nine*, na asusu *nine* febe ya: ọcici-ya bu ọcici ebe-ebe, nke managafe agafe, ani-eze-ya bu nke manemebi emebi.

15 Munwa Daniel, mọ nkem newe iwe n'etiti arum, ọfù-ga nke isim wutalum. 16 Mwekpudebe ọfu nime ndi kwunu n'usọ, juba ya nkẹ bu ezi-okwu nime ife nine a. Ọwegwam, me ka mmalu isi ife afu-ga. 17 Nuku anu afu-ga, nke di inọ, bu ẹze inọ, nke gesi n'ani puta. 18 Ma ndi di nsọ nke Onye Kasi Enu ganalu ani-eze afu, nwelu ani-eze afu ebe-ebe, ọbunadu ebe-ebe ebe-ebe. 19 Mgbe afu ka mji cọ ima ezi-okwu nke anu nke-inọ afu, nke pulu ice nime fa nine, di ajọ egwu, nke ézé-ya bu-ga ígwè, mbọ-ya *bulu* ọna-ọku; nke natali, nadọli, nazọtu ife fọdulunu n'ukwu; 20 na nke mpi ili nkẹ di n'isi-ya, na *mpi* ọzọ afu nke waputalu, nke *mpi* itọ dalu n'iru ya; ọbunadu mpi nke nwelu anya, na ọnu nke kwulu nuku ife-ga, nke nwelu anya-ike kalia ibe-ya. 21 Mwenene, ofu mpi afu busolu ndi nsọ agha, kalia fa; 22 wenye ka onye afu tọlu ọtutọ bialu, ewekpelu ndi nsọ nke Onye Kasi Enu ikpe; ọge webia mgbe ndi di nsọ ji nwelu ani-eze afu. 23 Nọnwọ ka okwulu, Anu nke-inọ gabu ani-eze nke-inọ n'uwa, nke gadi ice n'ani-eze nine, ọgatali uwa nine, zọtue ya, dọlisie ya. 24 Mpi ili afu-ga, ézè ili gesi nime ani-eze nunwa bini: *eze* ọzọ gebini so fa; onye afu gadi ice na ndi bu *ya* uzọ, ogebuda eze itọ. 25 Ogekwu okwu medide Onye Kasi Enụ, ogesogbu ndi di nsọ nke Onye Kasi Enu: ogelo na ya gerughali ọge-ga na iwu; agewelu fa

nye n'aka-ya genye n'ofu arọ na arọ-ga na ọkala arọ. 26 Ma agekpe ikpe, aganapu ebe ọnaci, ikpocapu ya na imebi ya genye n'isi-njedebe. 27 Agewelu ani-eze afu na ọcici, na idi-nuku nke ani-eze-ga n'okpulu enu-igwe nine, nye ndi bu ndi nsọ nke Onye Kasi Enu: ani-eze-Ya bu ani-eze cbe-ebe, ebe nine anaci gefe nru nanu okwu-Ya. 28 Nka bu isi-njedebe okwu afu. Munwa Daniel, uce necem agadaga, iru usọm rughalili n'imem: ma cdebelum okwu afu nime obim.

8 1 N'arọ nke itọ nke ocici eze Belṣaza afulum ọfù, munwa Daniel, ka nke mbu uzọ fu gafesili. 2 Mwefu n'ọfù afu; oluzia ka mfulu, munwa nọli na Ṣuṣan unọ eze, nke di n'ani Ilam; mwefu n'ọfù afu, munwa wenọdu n'ikpele orimili Ulai. 3 Mwewenie anyam, fu, ne, ofu ebunu kwu n'iru orimili afu nke nwelu mpi nabọ: mpi nabọ afu solu ogonogo; ma ofu sokalili ibe-ya, nke sokalilinu kpe azu puta. 4 Mfu ebunu afu ka ọnasọ mpi n'ọdida-anya-anwu, na Ugwu, na adagbe: ọnwerọ anu ọbuna kwulu n'iru ya, nke ọnenwe onye ọbuna nke ganaputa *ife* n'aka-ya; ma ọneme etu sọlu ya, me onweya nuku. 5 Ka munwa nacighali obim, ne, ofu nkpi si n'ọdida-anya-anwu puta n'enu uwa nine, ma ọmeturọ ani nca: nkpi afu nwelu mpi anekili ekili n'etiti anya-ya nabọ. 6 Ọwebiakute ebunu nke nwelu mpi nabọ, nke mfululi ka ọkwu n'iru orimili, ọgbakwasi ya n'ọnuma nke ike-ya. 7 Mwefu ya ka ọnakpudebe nso ebunu afu, owewusa ya iwe, tie ebunu afu, tijie mpi-ya nabọ; ike ọbuna adi azi ebunu afu ikwu n'iru ya: ma ọturalu ya n'ani, zọkwasi ya ukwu; onye ọbuna apurọ inaputa ebunu afu n'aka-ya.

Nkpi afu weme onweya nuku agadaga: ka osili

ike, nuku mpi afu kpajie ; *mpi* inọ anekili ekili waputa n'ọnọdu-ya dolu iru n'ifufe inọ nke enu-igwe. 9 N'ofu nime fa ka ofu ọbele mpi waputalu, nke melu nuku agadaga, do iru n'adagbe, na iru-anya-anwu, na *ani* usọ afu. 10 Ọweme nuku, *ọbunadu* genye n'usu nke ígwé ; ọwetura usu afu ọnwọ na kpakpando ọnwọ n'ani, zọkwasi fa ukwu. 11 Eye, ọneme onweya nuku, ọbunadu genye n'isi usu afu ; ọwenapu ya *àjà nsule anesule* da, ewetikpọdalue ọnọdu ebe nsọ ya ani. 12 Eweralu usu afu *nye ya* nye *àjà nsule anesule* da sitena njefie ; ọwekwatue ezi-okwu n'ani, ọweme *ka osi sọ ya* ọgalu ya. 13 Mwenu ka ofu onye di nsọ nekwu okwu ; ofu onye di nsọ ọzọ wesi onye afu nke nekwu okwu, One mgbe ka ọfù *nke àjà nsule anesule* da, na njefie nke neme nkpọnkpọ, gejedebe, iralu ebe nsọ na usu afu nye ka azọtu n'ukwu ? 14 Ọwesim, Nnu anyasi *na* ututu ise na ọgu ili-na-ise ; ewegunye ebe nsọ afu n'ebe ezi omume.

15 Oluzia, ka mfusili ọfù afu, munwa Daniel, mwecọ nghọta ; ne, ife dika udi madu kwulu n'irum. 16 Mwenu onu madu n'etiti *ikpele* Ulai, nke kpọlu, wesi, Gebriel, me ka onye a ghọta ọfù a. 17 Ọwekpudebe nso ebe mkwu ; ka ọbialu, egwu tubam, mwedakpudo irum n'ani : ọwesim, Ghọta, ngi nwa nke madu ; makana ọfù afu dili ọge ikpe-azu. 18 Ka ọnagwam okwu, mdafu n'agadaga ula kpudo irum n'ani : ọwemetum aka, me ka mkwulu ọtọ. 19 Ọwesi, Ne, agameme ka imalu ife geme n'ọdi-n'iru nke ọnuma : makana ọdili ọge akalu aka nke ikpe-azu. 20 Ebunu afu nke ifulu nke nwelu mpi nabọ, fa bu ézè ndi Midia na Pasia. 21 Nkpi afu nwelu aji ri nne bu eze nke Jafan : nuku mpi afu di n'etiti anya-ya nabọ bu

eze izizi. 22 Nke kpajili akpaji, nke mpi inọ kwulu n'ọnọdu-ya, ani-eze inọ gesi na mba afu kwuputa, ma ọburọ n'ike-ya. 23 N'ọdi-n'iru nke ani-eze-fa, mgbe ndi njefie julu *na njefie-fa*, ofu eze iru-ya gadi egwu, nke naghọta okwu di-ga omimi, gakwulu ọtọ. 24 Ike-ya gadi nuku, ma ọburọ sitena ike aka ya; ogemebi ife n'uzọ itu-n'anya, ọgagalu ya, ọgeme *ka osi asọ ya*: ogemebi ndi di ike na ndi bu ndi di nsọ. 25 Sitena uce nghọta ya ọgeme ka aghughọ ga n'aka-ya; ọgeme onweya nuku n'obi-ya; mebie imelime n'aru-ofufo-*fa*: ọgakwulu azi imedide isi nwe ndi-isi; ma agetikpọ ya ma ameji aka. 26 Ọfù nke anyasi-ga na ututu-ga nke ekwululi bu ezie: ma nginwa macita ọfù afu; makana ọdili imelime ubọsi *gabia ọdi-n'iru*. 27 Ufu wekpue munwa Daniel, mya ọya ubọsi ọnwọ; mwebinie, lua ọlu eze: ọfù afu wetum n'anya, ma ọnwerọ onye ọbuna melum ka mghọta.

9 1 N'arọ izizi nke Daraiọs nwa Ahasuiros, ofu nime nkpulu ndi Midia, nke eciluli eze ani-eze ndi Kaldea; 2 n'arọ izizi nke ocici-ya munwa Daniel ghọta sitena akwukwọ-ga ọnu-ọgu arọ afu-ga, nke okwu Jehofa biakutelu amuma Jeremaia maka fa, imezu itọgbọlu-nkiti nke Jerusalem, bu ọgu arọ itọ na ili. 3 Mwedo Dinwenu-ayi Cuku iru, iji ekpelu na ayiyọ-ga, na ibu-ọnu, na ákwà uju, na ntu ọku, wenacọ. 4 Mwekpelu Jehofa Cukum, wekwuputa, si, Ngi Dinwenum, Cuku nke di nuku di itulu egwu, nke debelu ndi fulu Ya n'anya ndi nedebe ife Oti-ga-lu n'iwu àgbà na ebele; 5 ayi emego njọ, ga n'uzọ ngiligọ, me ife ọjọ, nupu isi, ọbunadu isifie uzọ n'ife Iti-u-lu n'iwu na ikpe-I-ga; 6 ayi anurọ onu ndi-

odibo-i *bú* ndi-amuma, ndi gwalu ndi-eze-ayi, na ndi-isi-ayi, na nna-ayi-fà, na ndi ani afu nine, okwu n'afa-I. 7 Ngi Dinwenum, ezi omume dili I, ma ifele neme ayi n'iru, etu osi di tata; ndi Juda, na ndi bi na Jerusalem, na Israel nine, ka ndi nọ nso, ka ndi nọ n'ọte-aka, n'ani nine ebe Icusagolu fa, maka ifi nmefie fa mefielu I. 8 Ngi Dinwenu-ayi, emenyego ayi, na ndi-eze-ayi na ndi-isi-ayi, na nna-ayi-fà, ifele n'iru, makana ayi emego njọ medide I. 9 Ebele na ngbaghalu ka Dinwenu-ayi Cuku nwe; ọbu ezie na ayi nupulu isi n'okpulu Ya; 10 ayi anurọ onu Jehofa Cuku-ayi, ikpaghali n'iwu-Ya-ga, nke Ọdebẹlu n'iru-ayi sitena aka ndi-odibo-Ya bu ndi-amuma. 11 Eye, Israel nine ejefiego n'iwu-I, ọbunadu iriruka, ka fa ghalu inu onu-I: nya ka eji ruwusa ayi nkọca, na iyi nke edelu n'iwu Moses odibo Cuku; makana ayi emego njọ medide Ya. 12 Ọmego azi ka okwu-Ya-ga, nke Okwulu medide ayi, na imedide ndi-ikpe-ayi ndi kpelu ayi, kwusie ike, sitena ime ka nuku ajọ ife kwudo ayi: makana emenurọ n'okpulu enu-igwe nine ka esi me na Jerusalem. 13 Etu esi de n'iwu Moses, ajọ ife nine a kwudogolu ayi: ma ayi ayọrọ iru-ọma Jehofa Cuku-ayi, ka ayi wesi n'ajọ omume-ayi cighata, mebe dika ndi mutalu ife n'ezi-okwu-I. 14 Nya ka Jehofa ji ece ajọ ife nce, weme ka okwudo ayi: makana Jehofa Cuku-ayi bu Onye ezi omume n'ọlu-Ya nine nke Ọnalu, ma ayi anurọ onu-Ya. 15 Kita, Ngi Dinwenu-ayi Cuku-ayi, Onye si n'ani Ijipt kpọputa ndi-I n'aka di ike, Iwemelu Onwei afa, dika osi di tata; ayi emego njọ, ayi emego ife ọjọ. 16 Ngi Dinwenu-ayi, dika ezi omume-I nine si di, biko, ka iwe-I na ọnuma-I si n'obodo-I Jerusalem, ugwu-I

nsọ, cigha: makana ọbu maka ifi njọ-ayi-ga, na maka ifi ajọ omume nke nna-ayi-fà, ka Jerusalem na ndi-I ji bulu ife nkpali nke ndi nine nọrubelu ayi okilikili. 17 Kita nyabu, Ngi Cuku-ayi, nulu ekpelu odibo-I, na ayiyọ-ya-ga, me ka iru-I na-mukwasi n'ebe nsọ I nke melu nkpọnkpọ, maka ifi Dinwenu-ayi. 18 Ngi Cukum, ge nti, ka Inu; sa anya-I, ka Ifu nkpọnkpọ-ayi, na obodo akpọkwasili afa-I: makana ayi adece ayiyọ-ayi n'iru I maka ezi omume-ayi-ga, ma maka nuku ebele-I-ga. 19 Ngi Dinwenu-ayi, nulu; Ngi Dinwenu-ayi, gbaghalu; Ngi Dinwenu-ayi, nulu ka Ime; akwacikwana; maka ifi I, Ngi Cuku nkem, makana obodo-I na ndi-I ka akpọkwasili afa-I.

20 Ka munwa nekwu okwu, nekpe ekpelu, nekwuputa njọm na njọ ndi nkem Israel, nece ayiyọm n'iru Jehofa Cukum maka ugwu di nsọ nke Cukum; 21 eye, ka munwa nekwu okwu n'ekpelu, nwoke afu bu Gebriel, onye mfululi n'ọfù n'isi-nbido, ebe emelu ka ọnefe ọsisọ, metum aka n'ọge icu àjà anyasi. 22 Qweme ka mghọta, wegwam okwu, si, Ngi Daniel, aputam kita ime i ka ibulu onye mutalu ighọta ife. 23 N'isi-nbido ayiyọ-iga okwu afu putalu, munwa abiago ka mgwa i; makana nginwa di ajọ oke ọnu: nyabu cigha okwu afu, ghọta ọfù afu. 24 Ọgu izu itọ na ili ka akalu ndi-i na obodo-i di nsọ, ime ka akwusi njefie, na ime ka njọ wegwu, na ikpuci ajọ omume, na iwebata ezi omume ebe-ebe, na imacita ọfù na amuma, na ite Onye Kasi Nsọ ude. 25 Nyabu malu muta azi, na sitena ikwuputa okwu idozi na iluzi Jerusalem wenye n'onye eruwusalu ude, onye-isi, gabu izu isa: na ọgu izu itọ na iboa,

agaluzi ya ọzọ, ilo na ekpe, ọbunadu n'ọge nkpa. 26 Ka ọgu izu itọ na ibọa gasili agebepu onye etelu, udẹ, ọmenwe ife ọbuna: ndi onye-isi nke gabia gemebi obodo afu na ebe nsọ; isi-njedebe-ya gabu n'iji ukwu, agha gadidide genye n'isi-njedebe; ezubelu *ime* ife nkpọnkpọ-ga. 27 Ya na imelime geme àgbà sili ike n'ofu izu: n'etiti izu afu ọgeme ka àjà na àjà nni kwusi; n'enu nku nke ife alu-ga *ka* ofu onye *gabia* nke neme ife nkpọnkpọ; ọbunadu n'ọgwugwu-ya, bu nke ezubelu ya, ageruwusa ife neme ife nkpọnkpọ *iwe*.

10 1 N'arọ nke-itọ nke Sairọs eze Paṣia ekpughelu Daniel, onye agulu afa-ya Belteṣaza, okwu; okwu afu bu ezie, ọbunadu nuku ibu-agha: ọweghọta okwu afu, ghọta azi ọfù afu. 2 N'ubọsi afu-ga munwa Daniel nali eru uru ogonogo izu itọ. 3 Elirọm nni usọ, nke anu ma-ọbu manya nabam n'ọnu, nke mnete onwem ude nca nca, genyena mgbe izu itọ afu ji zu. 4 N'ubọsi nke-oru-na-inọ n'ọnwa izizi, ka munwa nọ n'ikpele nuku orimili afu, nke bu Hidekel, 5 mwenie anyam, fu, ne ofu onye yi afe ọca, onye efiedolu ezigbo ọna-edo nke Ufaz n'úkwù-ya: 6 aru-ya azi di ka beril, iru-ya dika udi àmùmà, anya-ya dika ọku-ukpe nenwu enwu, ọgwe-aka-ya na úkwú-ya dika ngbupu ọna ericalu erica, onu okwu-ya dika onu ìgwè madu. 7 Soṣọ munwa Daniel fulu ọfù afu: makana ndikom nọnyelum afurọ ọfù afu; ma nuku aru-ima-nni mabalu fa, fa wegbanaba izobe onwefa. 8 Ewerapu sọ munwa ofu, mwefu nuku ọfù a, ike ọbuna afọdurọ nimem: makana nmam rughalili lebe ule nimem, anadorọm ike ọbuna. 9 Ma anulum onu okwu-ya-ga: ka mnulu onu okwu-ya-ga, munwa adakpudogoli irun

n'ani n'oke ula, kpudo irum n'ani. 10 Ne, of aka metulum, nke melu ka mgbudo nkpili-ukwu na ọbu-akam n'ani. 11 Qwesim, Ngi Daniel, ng onye di ajọ oke ọnu, ghọta okwu munwa gwalu i ka ikwulu ekelesu; makana ezilim jeku i kita ka ọgwasilim okwu a, mkwulu ekelesu aru naman nni. 12 Qwesim, Atuna egwu, Daniel; makana sitena mbọsi izizi itukwasili obi-i ighọta, na ibuda onwei n'iru Cuku-i, anugo okwu-i-ga: maka ifi okwu-i-ga ka munwa ji bia. 13 Ma onye-isi anieze Paṣia kwulu imedidem oru ubọsi na ofu; ma, ne, Maikael, ofu nime ndi-isi, bialu genyelum aka: munwa wenọnyelu ndi-eze Paṣia n'ebe afu. 14 Kita abialum ime i ka ighọta ife gadakwasi ndi-i n'ọdi-n'iru: makana ọfù afu dilikwu *imelime* ubọsi. 15 Ka ọgwasilim etu okwu ndia, mkpudo irum n'ani, me ogbi. 16 Ne, ofu onye yili umu madu metulu egbugbele-ọnum aka: mwesa ọnum, kwue okwu gwa onye kwu n'irum, si, Ngi dinwenum, maka ifi ọfù urum cighakutelum, anadorọm ike ọbuna. 17 Makana kedu ka odibo dinwenum nka gesi nwe ike igwa dinwenum nka okwu? munwa, ozigbofu ike ọbuna afọdurọ n'arum, nke ume ọbuna nafọdu nimem. 18 Ofu onye dika udi madu metukwasim aka ọzọ, wegbam ume. 19 Qwesi, Ngi onye di ajọ oke ọnu, atuna egwu: ndokwa dili i, di ike, eye, di ike. Ka ọgwasilim okwu, agbam ume, mwesi, Ka dinwenum kwue; makana igbagom ume. 20 Qwesi, Imalu ife mji biakute i? kita agamecigha ka mgebuso onye-isi Paṣia agha: munwa pua, ne, onye-isi Jafan gabia. 21 Ma agamegosi i ife edelu n'akwukwọ nke ezi-okwu: ọnwerọ onye ọbuna som me onweya ka ya sie ike imedide ndia, belu sọ Maikael bu isi-unu.

11 1 Munwa, n'arọ izizi nke Daraiọs onye Midia, akwunilim igba ya ume na ime ka osie ike.

2 Kita ka mgegosi i ezi-okwu. Ne, ọgadi eze itọ gakwukwu na Paṣia; nke-inọ gebukali fa nine ọgalanya agadaga: mgbe osili ike sitena àkù-ya, ọgakpam ọra imedide ani-eze Jafan. 3 Ofu eze di ike gakwuni, nke gaci nuku ọcici, neme ka osi sọ ya. 4 Mgbe ageji kwuni, agetikpọ ani-eze-ya, ke ya n'ikuku inọ nke ígwé; ma ọburọ ikelu umu-ya, nke ọnadi ka ọcici nke ọnaci si di; makana ageropu ani-eze-ya, ọbunadu iropulu ndi ọzọ tinyelu ndia. 5 Eze adagbe gesi ike, ya na *ofu* nime ndi-isi-ya; ogesikali ya n'ike, ciba; ọcici-ya gabu nuku ọcici. 6 N'isi-njedebe arọ-ga fa gamakọ ọnu; ada eze adagbe gabiakute eze Ugwu idozi okwu: ma *nwayi* afu amanado ike ọgwe-aka-ya; nke *nwoke* afu nakwulu, ma-ọbu ọgwe-aka-ya; ma agaralu *nwayi* afu nye, ya na ndi kpọtalu ya, na onye mutalu ya, na onye gbalu ya ume n'ọge afu-ga. 7 Ma sitena ngadaba nke si na nkpọlọgwugwu-ya puta ka ofu onye gakwulu n'ọnọdu-ya, nke gabia imedide usu ndi agha, ba n'ebe sili ike nke eze Ugwu, medide fa, kalia *fa*: 8 cuku-fa-ga azi, na alusi-fa akpu-ga-lu akpu, *na* ife oke ọnu faga nke ọna-oca na nke ọna-edo, ka ọgakwalu n'agha na n'Ijipt; yanwa gakwudide arọ ọnwọ kalia eze Ugwu. 9 Ọgabia n'ani-eze eze adagbe, ma ogecigha n'ani-ya. 10 Umu-ya gebu agha, kpọkọba ìgwè nuku usu ndi agha, nke gabia, gbasa, gafe: fa gecigha gebu agha, ọbunadu genye n'ebe sili ike ya. 11 Eze adagbe gewe iwe, puta buso ya agha, *bú* eze Ugwu: ọgakwuba nuku ìgwè madu, agaralu ìgwè afu nye ya n'aka. 12 Agacipu ìgwè af-

bunie obi onyenu: ogebuda ula-nnu kwulu ula-nnu, ma ọmakali *ya*. 13 Eze Ugwu gecigha, kwuba nuku ìgwè madu kalili nke izizi; ọganabialili n'isi-njedebe ọge, *bú* arọ afu-ga, ya na nuku usu ndi agha na imelime àkù. 14 N'ọge afu-ga imelime gakwuni imedide eze adagbe: umu ndi npum n'etiti ndi-i gebuni azi onwefa ime ka ọfù afu kwusie ike: ma fa gada. 15 Nyabu na eze Ugwu gabia, tuba obo ife, welu obodo egwurubelu iga: ọgwe-aka adagbe amakwulu *imedide ya*, nke ndi ọrọtalu gakwulu, nke ike ọbuna nadi iji wekwulu. 16 Ma onye biana imedide ya geme ka osi sọ ya, onye ọbuna amakwulu n'iru-ya: ọgakwu azi n'ani usọ afu, nbibi gadi n'aka-ya. 17 Ogedo iru ibia ya na ike ani-eze-ya nine, ndi kwu ekelesu geso ya; ọgeme *ka osi sọ ya:* ọgenye ya ada nke umu-nwayi, ka omebie ya; ma *ada* afu amakwu, nke ọnadili ya. 18 Nka gasia ogedo iru n'ọba-n'ani orimili nnu, welu imelime nime fa: ma ofu ọci-agha geme ka nkpali ọkpalili kwusi; eye, ọgeme azi ka nkpali-ya cighakute ya. 19 Ogedo azi iru-ya n'ebe si-ga-lu ike nke ani-ya: ma ọgasọ ngọngọ da, amafuzi ya. 20 Onye ọzọ gakwuni n'ọnọdu-ya onye geme ka onye nana utu gafe n'otuto ani-eze afu: ma n'ubọsi onenone agetili ya, ọburọ n'iwe, nke ọnabu n'agha. 21 N'ọnọdu-ya ka ofu onye ageneni eneni gakwuni, onye fa nenyerọli nsọpulu ani-eze afu: ma ọgabia n'ọge aru-ofufo, welu ile usọ nalu ani-eze afu. 22 Ọgweaka nuku mili olulu ka ageji rucapu fa n'iru ya, tilie fa; eye, onye-isi nke àgbà azi. 23 Ka eso ya mesi agba ọgalu ọlu aghughọ: makana ọgarọgota, sie ike, ya na ofu ọbele ndi. 24 N'ọge aru-ofufo ọgabia ọbunadu n'ebe namasikali nni nke

ani afu; ọgeme ife nna-ya-fà nemenurọ, nke nna nna-ya-fà *neme;* ọgekesa n'etiti fa ife nkwali, na ife anutalu n'agha, na àkù: eye, ogezu izuzu-ya-ga imedide ebe egwurube-ga-lu iga, ọbunadu na nwa ọge. 25 Ọgakpani ike-ya na obi-ya medide eze adagbe ya na nuku usu ndi agha; eze adagbe gacili agadaga nuku usu ndi agha sili ike ibu agha: ma ọmakwu, makana fa gezulu ya izuzu. 26 Eye, ndi neli oke olili-ya getili ya, usu ndi agha ya gagbasa: imelime gada n'ani bulu ndi egbulu egbu. 27 Ndi-eze nabọ a, obi-fa gadi n'ime ajọ ife, fa ganekwu okwu asi n'ofu tebel: ma ọmaga ọfuma; makana ka osina di isi-njedebe-ya gadi n'ọge akalu aka. 28 Ogebu nuku àkù cigha n'ani-ya; obi-ya *gabu* imedide àgbà nsọ afu; ọgeme azi *ka osi sọ ya,* cigha n'ani-ya. 29 N'ọge akalu ogeḋigha, bia n'adagbe; ma ọmabu n'ọge ikpe-azu etu ọdili n'izizi. 30 Makana ugbọ-ga nke Kitim gabia imedide ya; nyabu na ogewuta ya, ogecigha, wewusa àgbà di nsọ iwe di ọku, me *ka osi sọ ya:* ogecighalili, gbanye ndi rapulu àgbà di nsọ. 31 *Ọgenwe* ọgwe-aka gakwunyelu ya, fa gemeto ebe nsọ, ọbunadu ebe sili ike, wepu *àjà nsule anesule* da, kwuba ife alu afu nke neme ife nkpọnkpọ. 32 Ndi neme ife ọjọ medide àgbà afu ka ogeji ile usọ metọ: ma ndi malu Cuku-fa gadi ike, neme *ife.* 33 Ndi mutalu ife n'etiti ndi afu geme ka imelime ghọta: ma fa gada na nmà na ilele ọku, na idọlu n'agha na nkwali, *imelime* ubọ-si. 34 Mgbe fa gada, agenyelu fa nwantinti aka: ma imelime geji ile usọ wedinyelu fa. 35 Ufọdu nime ndi mutalu ife gada azi, ka ewenuca fa, rica *fa,* me azi *ka fa di* ọca, wenye n'ọge isi-njedebe: makana ọdikwulu ọge akalu. 36 Eze afu gen

ka osi sọ ya; ogebuni onweya, me onweya nuku kalia cuku nine, nekwu azi ife ebube medide Cuku nke cuku-ga: ọgagalu ya genye na mgbe iwe afu geji gwusi; makana ageme ife ezubelu. 37 Ọmagbanye cuku-ga nke nna-ya-fà, nke *ọna-gbanye* ọcicọ umu-nwayi, nke ọnagbanye cuku ọbuna: makana ọgeme onweya nuku kalia ife nine. 38 Ma n'ọnọdu-ya ka ọgasọpulu cuku nke ebe si-ga-lu ike: ofu cuku nke nna-ya-fà namarọ ka ogeji ọna-edo, na ọna-ọca, na nkpuma di-ga oke ọnu, na ife usọ-ga, wesọpulu. 39 Ogeji inye-aka nke cuku ani madu wemeso ebe sikalisili n'ike; onye ọbuna kwenyelu *ya* ka ọgenyewanye otuto: ọgeme ka fa naci imelime, ọgaru ani afu ọnu weke ya. 40 N'ọge isi-njedebe eze adagbe gasọ ya mpi: eze Ugwu gabia imedide ya dika oke ifufe, ya na ugbọ-ani-ga, na ndi anyinya bu, na imelime ugbọ; ọgaba n'ani-ga, lusa gafe azi. 41 Ọgaba azi n'ani usọ afu, imelime *ani* ka agetikpọ: ma ndia ka aganaputa n'aka-ya, Idom, na Moab, na isi nke umu Amon. 42 Ọgesetipu aka-ya azi kwasi ani *di-ga n'ice n'ice:* ani Ijipt amagbapusi. 43 Ma ọgenwe ike n'ebe àkù nke ọna-edo na nke ọna-ọca na ife nine di oke ọnu nke Ijipt di: ndi Libia na ndi Itiopia ganọ n'ukwu-ya. 44 Ma akukọ nke si n'iru-anya-anwu na Ugwu puta gece ya uce: ọgewelu nuku ọnuma pua imebi na iweputa imelime n'usọ *imebi fa.* 45 Ọgenye ikwu-ga nke nuku unọ-ya n'etiti orimili nnu na ugwu nsọ afu di usọ; ma ọgenwe isi-njedebe-ya, onye ọbuna amenyelu

12 ya aka. 1 N'ọge afu ka Maikael gakwulu ọtọ, nuku onye-isi nke kwulu umu ndi-i: ọge nkpa gadi, nke nadinurọ ogudu mba ji diba welue n'ọge afu: ageme ka ndi-i gbapusia n'ọge

afu, onye ọbuna agafu na edenyelu ya n'akwukwọ afu. 2 Imelime nime ndi larulu ula n'etum nke ani geteta, ufọdu *ka fa ba* na ndu ebe-ebe, ufọdu *ka fa ba* n'ifele na nneni ebe-ebe. 3 Ndi mutalu ife ganamu dika onwunwu nke mbala enu-igwe; ndi rughalili ọtutu madu n'ezi omume *ganamu* ka kpakpando-ga mgbe nine ebe-ebe. 4 Ma nginwa, Daniel, macita okwu afu-ga, ka iria akwukwọ afu ama, wenye n'ọge isi-njedebe: imelime ganaghaga n'iru na azu, ọmuma-ife ganabawanye.

5 Munwa Daniel wefu, ne, ka ibọa ọzọ kwu, ofu *kwu* n'ikpele orimili n'akuku a, nke ọzọ *kwulu* n'ikpele orimili n'akuku ọzọ. 6 Ofu wesi nwoke nke yi afe ọca, nke nọ n'enu mili orimili afu, One mgbe ka ife ebube ndia gadidebe? 7 Mwenu ka nwoke afu yi afe ọca, nke nọ n'enu mili orimili afu, ka ọwenitalu aka-nni-ya na aka-ekpe-ya n'enu-igwe, welu Onye di ndu ebe-ebe weṅua iyi na ọgadi arọ, arọ-ga, na ọkala; mgbe fa tilisili ike nke ndi di nsọ, ife ndia gagwusi. 8 Munwa wenu, ma aghọtarọm: mwesi, Ngi dinwenum, gini gabu isi-njedebe ife ndiạ? 9 Ọwesi, Jebe nke i, Daniel: makana amacitalu ria okwu afu-ga ama genye n'ọge isi-njedebe. 10 Imelime gawuca onwefa, me onwefa ka fa di ọca, anuca azi fa; ma ndi ọjọ ganemé ife ọjọ; ndi ọjọ nine amaghọta: ma ndi mutalu ife gaghọta. 11 Sitena ọge ageji wepu *aja nsule anesule* da, na ikwuba ife alu afu nke neme ife nkpọnkpọ, *ọgadi* nnu ubọsi itọ na ọgu inọ na ili. 12 Ngọzi dili onye nege, welue na nnu ubọsi itọ na ọgu isi na ili na ise. 13 Ma nginwa jebe nke i genye n'isi-njedebe afu: makana igezu ike, kwulu n'ebe akalu i, n'isi-njedebe ubọsi afu-ga.

Digitized by Google

HOSEA.

1 1 Okwu Jehofa nke biakutelu **Hosea** nwa Beeri, n'ubọsi Ọzaia, na Jotam, na **Ehaz**, na Hezekaia, ndi-eze Juda, n'ubọsi **Jeroboam** azi nwa Joaṣ, eze Israel.

2 Ka Jehofa kwulu okwu n'izizi sitena ọnu Hosea, Jehofa si Hosea, Je, ganulu nwunye **onye nayi** ọyi, *nalu* azi umu amutalu n'ọyi: makana **ani nayi** ajọ ọyi, nagbanari Jehofa. 3 Ọweje nulu **Goma** nwa Diblaim: ọtulu ime, mutalu ya ofu **nwa** nwoke. 4 Jehofa wesi ya, Kpọ afa-ya Jezril; **makana** nwa ọge-fu, agamabọ ọbọ ọbala Jezril n'unọ **Jehu**, me ka ani-eze unọ Israel kwusi. 5 Ọgeme **n'ubọsi** afu, na agamakpaji uta Israel na mgbulugudu Jezril. 6 Ọtulukwasi ime ọzọ, mua nwa nwayi. *Jehofa* wesi ya, Kpọ afa-ya Lo-ruhama: makana Mmemenwozili unọ Israel ebele, nke Mgagbaghalu fa manca. 7 Ma agamemelu unọ Juda ebele, si n'aka Jehofa Cuku-fa zọputa fa, Mmeji uta, ma-ọbu nmà, ma-ọbu agha, ma-ọbu anyinya, ma-ọbu ndi anyinya bu, wezọputa fa. 8 Ka ọmelu ka Lo-ruhama ra ala, ọtulu ime, mua nwa nwoke. 9 *Jehofa* wesi, Kpọ afa-ya Lo-ami: makana ununwa aburọ ndi nkem, Munwa amabu *Cuku*-unu.

10 Ma ọnu-ọgu umu Israel gadi ka uzuzu orimili nnu, nke amanesì esì nke anaguta ya ọnu; ọgeme azi na, ebe afu agwalu fa, Ununwa aburọ ndi nkem, na agagwa fa, *Unu bu* umu Cuku di ndu. 11 Agekpokọba umu Juda na umu Israel ọnu, fa gecili onwefa ofu onye-isi, si n'ani afu rọgopua:

2 makana ubọsi Jezril di nuku. 1 Si umu-nna-unu ndikom, Ami; si umu-nna-unu umu-nwa-yi, Ruhama.

2 Unu na nne-unu kpe ikpe, kpenu; makana yanwa aburọ nwunyem, nke munwa nabu di-ya: ka ọweruka iyi-ọyi-ya n'iru-ya, na iji-onwe-ya-tu-mgbele n'etiti ala-ya; 3 maka Mu agbaba ya ọtọ, kwuba ya dika n'ubọsi amulu ya, me ya dika ọfia kwu nkiti, kwuba ya dika ani ọkpọ-nku, me ka agu mili gugbue ya; 4 eye, umu-ya ka Mmanemelu ebele; makana fanwa bu umu ọyi. 5 Makana nne-fa ayigo ọyi: onye tulu ime fa emego ife ifele: makana ọsi, Agameso ndi fulum n'anya, ndi nenyem nnim na milim, na aji-anum na adem, na manum na ife-ọlilam. 6 Nyabu, ne, agameji ogwu gbaci ọkpu-uzọ-i, agamagbacibido ya ogige, ka ọghalu icọta uzọ-ya-ga. 7 Ọganagbaso ndi fulu ya n'anya, ma omekwudo fa; ọgacọ fa, ma ọmacọta fa: ọgasi azi, Agamecighakute di izizim; makana mgbe afu ka ọdilim nma kalia kita. 8 Makana yanwa amarọli na Munwa nyelu ya ọka, na manya *fain*, na manu, me ezi ka ọna-ọca na ọna-edo bawanyelu ya, nke fa melu ka ọdili Beal. 9 Nya ka Mgeji wecigha ọkam n'ọge-ya, na manyam n'ọgẹ akalu ya, napu aji-anum na adem nke akegboci ọtọ-ya. 10 Kita ka Mgekpughe ifele-ya n'anya ndi fulu ya n'anya, onye ọbuna amanaputa ya n'akam. 11 Agameme azi ka ngoli-ya nine kwusi, olili-ya-ga, ọnwa ọfu ya-ga, na sabat-ya-ga, na nzukọ-ya nine. 12 Agameme ka fain-ya-ga na osisi-fig-ya-ga bulu nkpọnkpọ, nke okwugolu si, Ndia bu ife-ugwọm nke ndi fulum n'anya nyelum: agameme fa ugboko, anu ọfia geli fa. 13 Agameji ubọsi Bealim neta ya, ndi onesulelu ife isi usọ

mgbe oji ngbaka-imi-ya na ife-ekike-ya-ga edo-kwa onweya, neso ndi fulu ya n'anya, cezọ-azim, ka Jehofa kwulu. 14 Nyabu, ne, Munwa galalu ya, me ka ọje n'ọfia kwu nkiti, gwa ya okwu n'obi-ya. 15 Agamesite n'ebe afu nye ya ugbo-fain-ya-ga, na mgbulugudu Akoa maka ọnu-uzọ nke atumanya: ọgaza aziza n'ebe afu, dika mgbe oji di na nwata, na dika ubọsi osi n'ani Ijipt rọgoputa. 16 Ọgeme azi n'ubọsi afu, ka Jehofa kwulu, na igakpọm Iṣi; imakpọnwozim Beali. 17 Makana agameweruka afa Bealim n'ọnu-ya, amecetanwozi fa n'afa-fa. 18 N'ubọsi afu Mu na anu ọfia, na anu-ufe nke ígwé, na ife nakpu-ga akpu di n'ani, gemelu fa àgbà: agamakpajipu uta na nmà na agha n'ani, me ka fa dina ani n'aru-ofufo. 19 Agamanulu i n'onwem ebe-ebe; eye, agamanulu i n'onwem n'ezi omume, na ikpe, na afọ-ọma, na ebele-ga. 20 Agamanulu azi i n'onwem n'ikwesincekwube: igama azi Jehofa. 21 Ọgeme azi n'ubọsi afu, agamaza, ka Jehofa kwulu, agamaza enu-igwega, fanwa gaza ani; 22 ani gaza ọka, na manya *fain*, na manu; fanwa gaza azi Jezril. 23 Agamakulu ya onwem n'ani; agamemelu onye nke nanataọ ebele ebele; agamagwa ndi naburọli ndi nkem, Nginwa bu ndi nkem; fanwa gasi, Cuku nkem.

3 1 Jehofa wesim, Jekwasi, fu ofu nwayi n'anya nke ọyi-*ya* fulu n'anya nke nayi ọyi, ọbunadu ka Jehofa si fu umu Israel n'anya, ọbu ezie na fanwa dolu cuku ọzọ-ga iru, fu abadaba nkpulu fain amili ami n'anya. 2 Mwewelu *ibe* ọna-ọca ili na ise, na ofu homa ọka, na ọkala homa ọka, wegolu ya n'onwem: 3 mwesi ya, Iganọdulum imelime ubọsi; imayi ọyi, nke inabu nwunye onye buna: ọbu nọfu ka munwa azi gesi di n'ebe inọ.

4 Makana umu Israel ganọ imelime ubọsi nénwe eze, nénwe onye-isi, nénwe àjà, nénwe ide, nénwe efod ma-ọbu terafim: 5 emesia umu Israel gecigha, cọba Jehofa Cuku-fa, na Defid eze-fa; fa gewelu egwù do Jehofa na idi-nma-Ya iru n'ubọsi ọdi-n'iru.

4 1 Nulu okwu Jehofa, unu umu Israel: makana Jehofa nwelu okwu medide ndi bi n'ani a, makana ezi-okwu, na afọ-ọma, na ọmuma Cuku adirọ n'ani. 2 Ọbu sọ inu iyi, na ighọ aghughọ, na igbu madu, na izu ori, na iyi ọyi; fa nawaputa, ọbala nemetu ọbala. 3 Nya ka ani geji ru uru, onye ọbuna bi nime ya gata aru, ya na anu ọfia-ga na umu nnunu nke ígwé; eye, azu nke orimili nnu azi ka agekpocapu. 4 Ma ka onye ọbuna ghalu ilu uka, nke onye ọbuna naba nba; makana ndi-i di ka ndi naluso onye ncu-aja uka. 5 Igasọ azi ngọngọ n'efifie, amuma geso azi i sọ ngọngọ n'ucici; agamebepu azi nne-i. 6 Ebepusili ndi nkem maka ifi ama ife ọmuma; makana nginwa julu ife ọmuma, Munwa azi gaju i, ka ighalu ibulum onye ncu-aja: ebe icezọgolu iwu Cuku-i, Munwa azi gecezọ umu-i. 7 Etu esi me ka fa bawanye, nọfu ka fa si me njọ medidem: agamerughali otuto-fa ka ọbulu ife ele. 8 Fa neli njọ ndi nkem, fa bulu nkpulu-obi-fa tukwasi n'ajọ omume-fa. 9 Ọgabu azi, ka ndi nkiti si di, nọfu ka onye ncu-aja si di: agameji uzọ-fa-ga weneta fa, nyecigha fa omume-fa-ga. 10 Fa geli, ma afọ ameju fa; fa gayi ọyi, ma fa amabawanye: makana fa arapugo igbanye Jehofa. 11 Iyi-ọyi na manya na manya ọfu newepu obi *amamife*. 12 Ndi nkem naju ase n'aka osisi-fa, ọkposi-fa negosi fa *ani ife:* makana mọ nke iyi-ọyi emegc

ka fa fue uzọ, fa apugo n'aka Cuku-fa gayiba ọy
13 Fa nacu aja n'enu ugwu-ga, nesule ife ísì u
n'enu ngongo-ga, n'okpulu *osisi* oak-ga na popla
ga na terebint-ga, makana ndo-fa di nmá: nya k
umu-unu umu-nwayi ji ayi ọyi, ndi anulu ọfu nk
unu nayi ọyi. 14 Mmenye umu-unu umu-nway
afufu ma fa yia ọyi, nke Mnenye umu-nwayi-unu
anulu ọfu afufu ma fa yia; makana fa n'onwefa
rirukalu so umu-nwayi nayi ọyi, fa solu umu-
nwayi edolu nsọ *nye Aṣtoret* nacu aja: ndi nagho-
tarọnu ka agakwatu. 15 Ọbu ezie na nginwa
Israel, nayi ọyi, ma ka ikpe ghalu ima Juda;
abiakwananu na Gilgal, nke unu narọgo na Bet-
efen, nke unu nanu iyi, si, Etu Jehofa difu ndu.
16 Makana Israel anugo ùnù, dika nwa-agbọ efi
nanu ùnù: kita ka Jehofa gazu fa ka nwa atulu
n'ebe folu iru. 17 Ifraim adinyegolu alusi-ga;
rapu ya n'onweya. 18 Ilaka-manya-fa efego:
fa nayici ọyi anya; *ndi bu* ọta-ya fulu ifele n'a-
nya agadaga. 19 Ifufe afukọba ya na nku-ya;
ifele geme fa maka àjà-fa-ga.

5 1 Nulunu nka, unu ndi ncu-aja, genu nti,
unu unọ Israel, ṅa nti, unọ eze, makana unu
ka ikpe dili; makana unu abugoli ọnyà na Mizpa,
na ife ntufi agbasalu na Teboa. 2 Ndi ripulu
n'uzọ abamigo n'igbu madu; ma Munwa bu onye
nabalu fa nine nba. 3 Munwa malu Ifraim,
Israel ezonarirọm: makana kita, ngi Ifraim, iyigo
ọyi, emelugo Israel. 4 Ife fa neme amekwe fa
ighakute Cuku-fa: makana mọ nke iyi-ọyi di
n'etiti fa, fa amarọ Jehofa. 5 Ngala Israel naza
okwu n'iru ya: nyabu na Israel na Ifraim gasọ
ngongọ n'ajọ omume-fa; Juda geso azi fa sọ ngọ-
ngọ. 6 Fa gaci ìgwè atulu fa na ìgwè efi fa weje

icọ Jehofa; ma fa amacọta Ya: Ọseputago Onweya n'ebe fa nọ. 7 Fa naghọso Jehofa aghughọ; makana fa amugo umu naburọ nke Ya: kita ka ọnwa ọfu gelicapu fa, fa na okè-fa-ga.

8 Gbuenu opi na Gibea, na ogbo na Rema: nakpọ nkpu agha na Bet-efen; n'azu i, ngi Benjamin. 9 Ifraim gabu nkpọnkpọ ebe n'ubọsi iba-nba: n'etiti ebo Israel-ga ka Mmẹlu ka amalu ife gemelilinu. 10 Ndi-isi Juda di ka ndi neweruka okè-ani: agamerukwasi fa iwem dika mili. 11 Anemegbu Ifraim, egweligo ya n'ikpe; makana ọkwenyelu ijeso ife etili n'iwu. 12 Munwa wedi ka nla n'ebe Ifraim nọ, di azi ka ife ule n'ebe unọ Juda nọ. 13 Ifraim wefu ọya-ya, Juda *fu* azi ọnya emetalu ya, Ifraim weje n'Asiria, zigalu eze Jareb ozi: ma yanwa enweroọ ike izọ unu, nke ọnacagbu ọnya-unu. 14 Makana Munwa gadili Ifraim ka agaba, di-azi-li unọ Juda ka okolọbia agaba: Munwa n'onwem gadọli pua; agamebupu, onye nnaputa ọbuna amadi. 15 Agamecigha n'ọnọdum, fa ewekwenye ikpe-ọmuma-fa, cọba irum: na nkpagbu-fa fa gacọsim ike.

6 1 Bianu, ka ayi cighakute Jehofa: makana Yanwa adọligo, Ọgazọ azi ayi; Otigo ayi ife, Ọgekebe azi ayi ya. 2 Ubọsi nabọ ga Ọgatute ayi: n'ubọsi nke-itọ Ọgeme ka ayi binie, ayi gadi ndu n'iru Ya. 3 Ka ayi malu, ka ayi nesodide imatalili Jehofa; ọpupu-Ya bu ife eji aka dika ci ofufo: Ọgabiakute ayi ka mili ozuzo, dika mili nke ikpe-azu nke nezowusa ani.

4 Ngi Ifraim, kedu ife Mgeme i? Ngi Juda, kedu ife Mgeme i? makana afọ-ọma-unu di ka alulu ututu, di azi ka igiligi nke kpafu adabe. 5 Nya ka Mji welu ndi-amuma gbutue fa; ewe-

lugom okwu ọnum-ga gbue fa: ikpe-i di-ga ka ife nawaputa awaputa. 6 Makana anamacọ afọ-ọma, ọburọ àjà; na ọmuma Cuku kalia àjà nsule-ga. 7 Ma fanwa emebigo àgbà afu dika Adam: n'ebe afu ka fa ghọlum aghughọ. 8 Gilead bu obodo ndi neme ife nelorọ elo, ewelugo ọbala zọtọsia ya. 9 Dika usu ndi npum si ece anwu madu, nọfu ka otu ndi ncu-aja si gbu ọcu n'uzọ esi eje Ṣekem: eye, fa emego ife lulu inyi. 10 Afugom ife jọgbulu onweya n'unọ Israel: n'ebe afu *ka afulu* iyi-ọyi n'Ifraim, emelugo Israel. 11 Ngi Juda, arọputago-azi-li i owuwe-nni, mgbe Mji me ka ndi nkem adọlu n'agha cigha.

7 1 Mgbe Munwa akazọ Israel, mgbe afu ka ekpughelu ajọ omume Ifraim, na ajọ ife Sameria; makana fa naghọ aghughọ: onye ori naba nime, usu ndi npum nakwali ife n'ilo. 2 Fa adekwu n'obi-fa na anamelota ajọ ife-fa nine: kita ife fa neme anọrubego fa okilikili; fa di n'irum. 3 Fa ji ajọ ife-fa eme ka eze nañuli, *me* azi *ka* ndi-isi *ñulia* sitena okwu-asi-fa. 4 Fa nine bu ndi nayi ọyi; fa di ka ife eji esi nni nke osi-ite melu ka ọdi ọku; ọnafunwudebe *ọku*, sitena mgbe oji egbe utu ọka genye na mgbe eji ria ya. 5 N'ubọsi eze-ayi ndi-isi ji okpomọku manya nye onwefa aru-ọnwunwu; osolu ndi akaje setia akaya. 6 Makana fa budebelu obi-fa dika ife eji esi nni, ebe fa nece anwu: osi-ite-fa nala ula ucici nine; n'ututu *ife* afu nenwu ka ọku onwunwu. 7 Fa nine di ọku ka ife eji esi nni, nelicapu ndi-ikpe-fa; ndi-eze-fa nine adacasigo: ọnwerọ onye ọbuna n'etiti fa nakpọkum. 8 Ifraim, yanwa ewelugo onweya digwanyelu ndi *ọzọ-ga*; Ifraim bu acica anaghalirọ aghali. 9 Ndi-ọbia

eligo ike-ya, ma yanwa amarọ: eye, opubego awọ, ma yanwa amarọ. 10 Ngala Israel naza okwu n'iru ya: ma fa ecighakuterọ Jehofa Cuku-fa, nke fa nacọ Ya, maka ifi ife nine a. 11 Ifraim di ka nduli nenwerọ uce, nenwerọ obi *amamife:* fa kpọkue Ijipt, fa je n'Asiria. 12 Mgbe fa geji je, agamekpudo fa ife-ntufim; agamadọdata fa ka umu-nnunu nke igwe: agamadọ fa nti, etu nzukọfa si nu. 13 Afufu gadili fa! makana fa awafunarigom; nbibi gadili fa! makana fa emefiegom: ọbu ezie na Munwa akagbaputa fa, ma fanwa asikpogom asi. 14 Fa ejirọ obi-fa kpọkum, ma fa nọ naci ákwá n'àkwà-edina-fa-ga: fa gbakọba inwe ọka na manya, fa rirukalu n'okwum. 15 Ọbu ezie na Munwa adọgo fa nti gba azi ọgwe-aka-fa ume, ma fa zubelum ajọ ife. 16 Fa necigha, ma fa ecighakuterọ *Onye nọ* n'enu; fa di ka uta neli mpeli: ndi-isi-fa gada na nmà maka ifi ajọ iwe nke ile-fa: nka gabu akaje-fa n'ani Ijipt.

8 1 *Tinye* opi n'ọnu-i. Dika ugo *ọbialu* imedide unọ Jehofa: makana fa ejefiego n'àgbàm, mefie azi n'iwum. 2 Fa gakpọkum, Cuku nkem, ayi Israel malu I. 3 Israel ekpofugo ife di nma: onye ilo gacuba ya. 4 *Fanwa* ecigo ndi-eze, fa esiterọ n'akam; fa ecigo ndi-isi, ma amarọm ya: fa ewelugo ọna-ọca-fa na ọna-edo-fa wekpualu onwefa alusi-ga, ka ewebepu fa. 5 Okpofugo nwa-efi-i, ngi Sameria; iwem enwulugo ọku n'aru fa: one mgbe ka fa manabu ndi nemerọ ajọ ife? 6 Makana ọbunadu nka si n'Israel puta; onye ǹkà melu ya, ife afu aburọzi Cuku: eye, agetilisi nwa efi Sameria. 7 Makana fa naku ifufe, fa gaghọta azi oke ifufe: ọnwerọ okili ọbuna kwu akwu; okpolo-ya ameme nni ọbuna; ọbuluna ọme, ndi

ani madu geno ya. 8 Enogo Israel: kita fa nọ n'etiti mba-ga dika ife ife usọ nadirọ nime ya. 9 Makana fanwa arọgogo n'Asiria, *dika* anyinya ọfia sọsọ ya nọ: Ifraim egogo ndi gafu ya n'anya. 10 Eye, ọbuluna fa ego n'etiti mba-ga, kita ka Mgekpokọba fa; fa webido ibenataba maka ifi ibu eze ndi-isi. 11 Makana Ifraim emego ka ebe icu aja ba uba iji me njọ, ebe icu aja abulugo ya ife ime njọ. 12 Edelum ya ula-nnu kwulu ula-nnu ife iwum, ma agulu fa dika ife ani madu. 13 Ife àjà-ga nke di n'ife fa nenyem, fa nacu anu neli ya; ma fa asọrọ Jehofa: kita ka Ọgeceta ajọ omume-fa, neta njọ-fa-ga; fanwa gecigha azu n'Ijipt. 14 Makana Israel ecezọgo Onye kelu ya, lua unọ nsọ-ga; Juda azi emego ka obodo egwurubelu iga bawanye: ma agamezita ọku n'obodo-ya-ga, ọgalacapu nuku unọ-ya-ga.

9 1 Aṅulikwana, ngi Israel, na ngoli, dika ndi *ọzọ-ga;* makana irapugo Cuku-i gayiba ọyi, ifugo ife eji go ego n'anya n'enu ebe isuca ọka nine. 2 Ebe isuca ọka na ebe izọca manya *fain* amazu fa, manya ọfu gakọnari ya. 3 Fa amebi n'ani Jehofa; ma Ifraim gecigha n'Ijipt, fa geli nni lulu alu n'Asiria. 4 Fa amerusalu Jehofa *àjà* manya *fain*, nke ife-fa nasọ Ya: àjà-fa gadi fa dika nni ndi neru uru; ndi nine lili-ya galu alu: makana nni-fa gabu igbo agu-fa; ọmabata n'unọ Jehofa. 5 Gini ka unu geme n'ubọsi nzukọ, na ubọsi olili Jehofa? 6 Makana, ne, fa esigo na nbibi pua, *ma* Ijipt gekpokọlu fa, Memfis geni fa: ife-usọ-fa nke ọna-ọca, agbala genwelu fa: ogwu gadi n'ikwu-fa-ga. 7 Ubọsi-ga nke nneta abiago, ubọsi nnyecigha abiago; Israel gama ya: onye amuma bu onye nkafie, onye nwelu mọ bu onye

ala, maka imelime ajọ omume-i, na maka ifi na ilo di nuku. 8 Ifraim nece nce n'aka Cukum: onye amuma, ọnyà onye nanwude nnunu di n'uzọ-ya nine, ilo *di azi* n'unọ Cuku-ya. 9 Fa emetọnigo onwefa, dika n'ubọsi-ga nke Gibea: Ọgeceta ajọ omume-fa, Ọgeneta njọ-fa-ga. 10 Afulum Israel dika nkpulu fain n'ọfia kwu nkiti; afulum nnaunu-fà dika nkpulu bu uzọ ca n'osisi fig n'ọge nkpulu izizi ya: ma fanwa bialu na Beal-peo, wekewalu onwefa dili ife ifele afu, bulu ife alu dika nke afu fa fulu n'anya. 11 Ifraim, otuto-fa gefepu dika nnunu: imu nwa amadi, nke idi-ime nadi, nke itu-ime nadi. 12 Ọbulugodu na fa azunita umu-fa, ma agamanapu fa n'aka fa, ka ọghalu inwe ofu nwoke gafọdu: eye, afufu azi gadili fa mgbe Mnanarili fa! 13 Akulu Ifraim n'ebe malu nmá, dika Msi fu Taia: ma Ifraim gaciputalu onye ogbugbu umu-ya. 14 Nye fa, Ngi Jehofa: gini ka Igenye? nye fa afọ imebi ime na ala kpọlu nku. 15 Ajọ ife-fa nine di na Gilgal; makana ebe afu ka Mkpọlu fa asi: maka ifi ajọ ife nke omume-faga agamacupu fa n'unọm: Mmafunwozi fa ọzọ n'anya; ndi-isi-fa nine bu ndi rirukalu *n'ebe Mnọ*. 16 Etigbugo Ifraim, nkpọlogwugwu-fa akpọgo nku, fa amamizi nkpulu: eye, ọbulugodu na fa amu nwa, ma agamegbu nkpulu nke afọ-fa di fa ajọ ngbu. 17 Cukum gaju fa, makana fa anurọ onu-Ya: fa gabu ndi ganefughali n'etiti mba-ga.

10 1 Israel bu fain namasi ri nne, nke nami nkpulu-ya: ka nkpulu-ya si rita nne be ọmego ka ebe icu aja ya rie nne; ka ezi ife ani-ya si di fa edogo ọmalica ide. 2 Obi-fa kewalu ekewa; kita ka agama fa ikpe: Yanwa getikpọ

ebe icu aja fa-ga, Ogémebi ide-fa-ga. 3 N'ezi-okwu kita fa gasi, Ayi enwerọ eze: makana ayi aturọlu Jehofa egwu; eze afu azi, gini ka ọgemelu ayi? 4 Fa nekwu okwu *nkiti*, nańu iyi asi n'ime àgbà-ga: nyabu na ikpe gepunita dika hemlok n'ani abọnili abọni nke ani-ugbo. 5 Ndi bi na Sameria gajọ ujọ maka umu efi Bet-efen: makana ndi-ya gerulu ya uru, ndi ncu-aja ya ji ya egoli *geru uru*, maka otuto di ya, makana ọnanarigo ya. 6 Agewelu ya je n'Asiria ka ọbulu ife-utu atulu eze Jareb: Ifraim ganata ifele, Israel azi geme ifele alo aka ya. 7 Sameria, ebepugo eze-ya, dika ufufu n'enu mili. 8 Ebe di-ga enu azi nke Efen, njọ Israel, ka agemebi: ogwu na ọkilika gepu n'ebe-icu-aja-fa-ga; fa gagwa ugwu-ga, Kpudonu ayi; na ngongo-ga, Dakwasinu ayi. 9 Ngi Israel, imego njọ kalia n'ubọsi Gibea: ebe afu ka fa kwu; ka agha ebusolu umu ajọ omume weghalu ikwudo fa na Gibea. 10 Mgbe Mcọlu, agamadọ fa nti; ndi *ọzọ-ga* gagbakọba imedide fa, mgbe anyakudolu fa n'ajọ-omume-fa nabọ. 11 Ifraim bu nwa-agbọ efi akuzili akuzi, nke fulu izọca *ọka* n'anya; ma Munwa agafego n'onu-ya malu nmá: agamadọkwasi Ifraim onye ogebu; Juda gabọni ani, Jekob gakpọbo ani-ya. 12 Kualunu onweunu n'ezi omume, ghọlunu dika afọ-ọma si di; lubanu ọgbọ-unu: makana ọbu ọge icọ Jehofa, genye mgbe Ogeji bia zowusa unu ezi omume. 13 Unu abọnigo ife ọjọ, unu aghọtago ajọ omume; unu atago nkpulu así: makana icekwubelu uzọ-i, n'imelime ndi-dike-i. 14 Nya ka nkpọtu geji bini imedide ndi-i, agakwali iga-i nine, dika Ṣalman si kwali Bet-abel n'ubọsi agha: nne na umu-ya ka apialisili. 15 Nọfu ka Betel gesi me

unu maka ifi agadaga nuku ajọ ife-unu : na ci-ofufo ka agebepusi eze Israel nca nca.

11 1 Ka Israel di na nwata, afulum ya n'anya, si n'Ijipt kpọputa nwam. 2 Ka fa si kpọ fa, nọfu ka fa si pualu fa : fa cunyelu Bealim aja, sulelu alusi apili api ife ísì usọ. 3 Ma Munwa kuzili Ifraim ije ije ; Ọkulu fa n'aka-Ya ; ma fa amarọ na azọlum fa. 4 Mwelu udọ madu, bú agbu ifu-n'anya, wedọdebe fa ; Mdi fa dika ndi kọpulu ukpako-onu n'agba-fa-ga, Mwedọba nni n'iru fa. 5 Omecigha n'ani Ijipt ; ma onye Asiria gabu eze-ya, makana fa julu icigha ecigha. 6 Nmà gadakwasi obodo-ya-ga, gbukposia nga-ya-ga, gbulisie *fa*, maka ifi alo aka fa. 7 Ndi nkem danagalu n'idacigha azu n'ebe Mnọ : ọbulugodu na fa nakpọ fa *ibiakute Onye nọ* n'enu, ọnwerọ onye ọbuna gebuni *ya*. 8 Kedu ka Mgesi ralu i nye, Ifraim ? *kedu ka* Mgesi rili i nye, Israel ? kedu ka Mgesi me i dika Adma ? *kedu ka* Mgesi dọba i dika Zeboim ? obim rughalili n'imem, obi ebelem nwukọlu ọku ọnu. 9 Mmeme ka iwem di ọku si di, Mmecigha igbusisi Ifraim : makana Munwa bu Cuku, aburọm madu ; Onye di Nsọ n'etiti i : Mmabazi nime obodo. 10 Fa ganejeso Jehofa, Onye ganagbọ uja dika agaba : makana Yanwa gagbọ uja, umu gesi n'ọdida-anya-anwu bia nama aru nni. 11 Fa gesi n'Ijipt puta nama aru nni dika nnunu, si azi n'ani Asiria puta dika nduli : agameme fa ka fa bili n'unọ-fa-ga, ka Jehofa kwulu.

12 Ifraim ji okwu asi wenọrubem, unọ Israel welu okwu aghughọ : Juda azi nọlili nakwudo a-kwudo n'ebe Cuku nọ, bú Onye di Nsọ kwesili nce-kwube. 12 1 Ifraim ji ifufe azu onweya, nesc ifufe iru-anya-anwu : ọneme ka así n

nbibi nabalili uba ubọsi nine; fa na Asiria me-azi-li àgbà, ebulu manu si n'Ijipt. 2 Jehofa na Juda azi nese okwu, Ọgapia Jekob itali ka uzọya si di-ga; Ọgenyecigha ya ka omume-ya si di-ga. 3 N'afọ ojidelu nwa-nne-ya n'ikili-ukwu; n'ike-ya ọgbasolu Cuku ngba: 4 eye, ọgbasolu mọ-ozi ngba, kalia azi: ọkwalu ákwá, yọ Ya ayiyọ: ọfulu Ya na Betel, ebe afu ka Ọgwalu ayi okwu; 5 bú Jehofa, Cuku nke usu ndi agha; Jehofa bu ife-nceta-Ya. 6 Nyabu nginwa cighakute Cuku-i: debe afọ-ọma na ikpe, nege Cuku-i mgbe nca.

7 *Ọbu onye* Kenan, ife isì ife nke aghughọ di n'aka-ya: ọfulu nzugbu n'anya. 8 Ifraim wesi, N'ezi-okwu ebugom ọgalanya, acọtagolum onwem àkù: n'àkànyàm nine fa amafu ajọ omume ọbuna nke di njọ nimem. 9 Ma Munwa bu Jehofa Cuku-i sitena ani Ijipt; agamemekwasi i ka ibili n'ikwu-ga, dika n'ubọsi nzukọ. 10 Agwago-azim ndi-amuma okwu, Munwa emego ka ọfù ba uba; esitagom n'aka ndi-amuma wetua inu. 11 Gilead bu ife neloro elo ka? fa bu sọ ife nkiti; na Gilgal fa nacu oke efi-ga: eye, ebe icu aja fa gadi ka obo ife n'ọgba di n'ani-ugbo. 12 Jekob wegbasi n'ọzala Eram, Israel wefe nru nwunye, maka nwunye ka oji debe *atulu*. 13 Aka amuma ka Jehofa ji si n'Ijipt kpọgota Israel, n'aka amuma ka esi debe azi ya. 14 Ifraim akpasugo iwe ajọ ọlu: nyabu na agarapu ọbala-ya *ọgbafulu* n'aruya, nkpali-ya ka Dinwenu-ya gewecighalu ya.

13 1 Ka Ifraim kwulu okwu, aru maba nni; yanwa bunili onweya n'Israel: ma ka ikpe malu ya na Beal, ọnwuru. 2 Kita fa nemewanyelili njọ, fa welu ọna-ọca-fa kpua alusi-ga, *bú* ndimọ ka nghọta nkẹ fa si di, fa nine bu ọlu ndi nkà:

fanwa nekwu maka fa, si, Ka ndi nacu aja susue umu efi afu ọnu. 3 Nya ka fa geji di ka ulukpu ututu, di azi ka igiligi ji uzọ agafe, dika igbogbo nke oke ikuku nekupu n'ebe isuca ọka, na dika anwulu si n'uzọ anwulu akwupu. 4 Ma Munwa bu Jehofa Cuku-i sitena ani Ijipt; imama cuku ọzọ belu sọm, ọnwerọ onye nzọputa ọzọ dinu belu sọm. 5 Munwa malu i n'ọfia kwu nkiti, n'ani nuku ọkpọnku. 6 Ka ebe-ita-nni-fa si di, nọfu ka afọ si ju fa; afọ julu fa, ewebunie obi-fa: nya ka fa ji cezọm. 7 Nyabu na adim fa ka agaba: dika awọlọ agamece anwu n'ikpele uzọ: 8 agamekwudo fa dika bea anapulu umu-ya, agamadọwa obi-fa: ebe afu ka Mgeli fa dika agaba; anu ọfia gadọli fa. 9 Ọbu nbibi-i, ngi Israel, na inemedidem, bú inye-aka-i. 10 Kezi eze-i, ka ọwezọputa i n'obodo-i nine? na ndi-ikpe-i, ndi inasi, Nyem eze na ndi-isi? 11 Ewelugom iwem nye i eze, wepu azi ya n'ọnumam. 12 Ekebelu ajọ omume Ifraim ekebe; akpakọbalu njọ-ya. 13 Ife nwuta nke nwayi ime neme gadakwasi ya: yanwa bu nwa-nwoke nenwerọ amamife; mgbe ọge lulu, ọdakwu n'ebe igbọwaputa umu. 14 Agamagbalu fa n'aka ini; agamagbaputa fa n'aka ọnwu: ngi ọnwu, kedu ife-ogbugbu-i-ga? ngi Ṣeol, kedu nkpocapu-i? agezonarili anyam nlogha. 15 Ọbu ezie na yanwa mulu ọ̀mùmù n'etiti umu-nna-ya, ifufe iru-anya-anwu gabia, ifufe Jehofa nke si n'ọfia kwu nkiti rọgona, ọmi-ya gamikọ, isi-iyi-ya gata azi: yanwa gakwali àkù bú ife usọ nine. 16 Sameria gabu nkpọnkpọ obodo; makana ọnupugo isi n'okpulu Cuku-ya: fa gada na nmà; agapiali umu ọfu fa, agagbọwa umu-nwayi-fa di ime afọ.

Digitized by Google

14 1 Ngi Israel, cighakute Jehofa Cuku-i; makana idago sitena ajọ omume-i. 2 Welunu okwu, wecighakute Jehofa: sinu Ya, Wepu ajọ omume nine, nalu ife di nma: nyabu na ayi genyecigha I egbugbele-ọnu-ayi *dika* oke-efi-ga. 3 Aṣua aniazọputa ayi; ayi amalikwasi n'enu anyinya-ga: nke ayi nagwanwozi ọlu aka-ayi, *Ununwa bu* cuku-ayi: makana ọbu n'aru I ka ndi nenwerọ nna nanata ebele. 4 Agamazọ idacigha-azu-fa, agameji afọ-ofufo fu fa n'anya: makana iwem esigo n'aru ya cigha. 5 Agamadi Israel dika igiligi: ọgama ifulu dika lili, wa nkpọlọgwugwu-ya dika Lebanyn. 6 Ngadaba-ya gawasa, nmá-ya gadi ka osisi ọlif, ísì-ya dika Lebanon. 7 Ndi bi n'okpulu ndo-ya gecigha; fa gadinwo ndu dika ọka, ma ifulu dika fain: nceta-ya gadi ka manya Lebanon. 8 Ifraim *gasi*, Gini ka mu na ndi-mọ jinwozi ọzọ? Munwa azago, agamagbanye ya: munwa di ka osisi fia di ndu; esi nam wekwudo nkpulu-i. 9 Onye nwelu amamife, na ọgaghọta ife ndia? *nwe-azi-li* nghọta, na ọgama fa? makana uzọ Jehofa kwu-ga ọtọ, ndi ezi omume ganakpaghali nime fa; ma ndi njefie gada nime fa.

JOEL.

1 1 Okwu Jehofa nke biakutelu Joel nwa Petuel.

2 Nulunu nka, unu ndi-ikenye, genu nti, unu ndi nine bi n'ani. Nka adigo n'ubọsi-unu, ka-ọbu

n'ubọsi nna-unu-fà ? 3 Kọlunu ya umu-unu, *ka* umu-unu *kọ-azi-li* umu-fa, ka umu-fa *kọlu* ndudugandu ọzọ. 4 Ife pama-wom rapulu ka igwulube lacapulu ; ife igwulube rapulu ka okwokwolo lacapulu ; ife okwokwolo rapulu ka ọbubu lacapulu. 5 Tetanu, unu ndi-ọlaka-manya, bebenu akwa ; cibanu ákwá, unu ndi nine nala manya, maka ifi manya usọ ; makana ebepugo ya n'ọnu-unu. 6 Makana mba sili ike, di azi aguta ọnu, arọgotago anim ; ézé-ya bu ézé agaba, ọnwe-azi-li ézé agbulugada nke nuku agaba. 7 Ọmego ka fain nkem tọgbọlu nkiti, ogbulisigo osisi fig nkem ; gbabasia ya ọtọ kpofusia ya ; ngadaba di-ga ya ka emẹlu ka fa di ọca. 8 Rube uru ka nwa-agbọ nke je ákwà uju maka di ọnwelu na nwata. 9 Ebepugo àjà nni na nke ife ọlila n'unọ Jehofa ; ndi ncu-aja, *bú* ndi nejelu Jehofa ozi, neru uru. 10 Ani-ugbo emebisigo, ani neru uru ; makana ọka emebisigo, manya ọfu akpọkọlọsigo, manu nana ndene. 11 Ka ifele me unu, unu ndi ọlu ugbo, cibanu ákwá, unu ndi negbu ugbo fain, maka okili na maka ọka ; makana owuwe-nni nke ugbo anago n'iyi. 12 Fain najanwu ajanwu, osisi fig nakpọnwu akpọnwu ; osisi pomegranet, na nkwu, na osisi apel, osisi nine di n'ọfia ajanwusia : makana ngoli ananarigo umu nke madu n'ifele. 13 Jebenu onweunu *ákwà uju*, tibenu aka n'obi, unu ndi ncu-aja ; cibanu ákwá, unu ndi nejelu ebe icu aja ozi ; bianu, nwuanu ula n'ákwà uju, unu ndi nejelu Cukum ozi : makana azọdogo àjà nni na nke ife ọlila n'unọ Cuku-unu. 14 Donu ibu-ọnu nsọ, kpọnu nzukọ, kpọkọbanu ndi-ikenye *na* ndi nine bi n'ani n'unọ Jehofa Cuku-unu, ka unu kwakube Jehofa. 15 Azigba ubọsi afu !

makana ubọsi Jehofa atunyego n'ukwu, ọgabia dika nbibi si n'aka Onye pulu ime ife nine. 16 Ebepuro nni n'anya-ayi, anụli na ngoli n'uno Cuku-ayi? 17 Nkpulu finwusia n'okpulu ukpolo-fa; emelu agu ka fa bulu nkpọnkpọ, etikpọsigo anuru-ga; makana ọka janwulu ajanwu. 18 Nekene ka anumanu si asu ude! ọgbalu ìgwè efi ghali, makana fa enwero ebe ita nni; eye, apiago ìgwè atulu ife. 19 Jehofa, Ngi ka mnakpọku: makana ọku alacapugo ebe ita nni di-ga n'ọfia kwu nkiti, ilele ọku elesigo osisi nine di n'ọfia. 20 Eye, anu ọfia neghekpọ maka I: makana mili-iyi-ga atasigo, ọku alacapugo ebe ita nni di-ga n'ọfia kwu nkiti.

2 1 Gbubenu opi na Zaion, kpọbanu nkpu agha n'ugwum di nsọ; ka ndi nine bi n'ani a marubebe: makana ubọsi Jehofa abiana, makana ọtunyegofu n'ukwu; 2 ubọsi ọcici na mgbaci, ubọsi ulukpu na oke ọcici, dika ufoci efosasi n'enu ugwu-ga; ofu nuku ndi nke di azi ike, nke di ka ya adinuro sitena ọge gbo, nke ọnadinwozi ọzọ ma fa gasia, wenye n'aro nke imelime ndudugandu. 3 Ọku nalacapu n'iru fa; n'azu fa ka ilele ọku nele: ani di ka ugbo Iden n'iru fa, n'azu fa *ọbu* ọfia kwu nkiti bu nkpọnkpọ ebe; eye, ọnwero ife ọbuna pugolu n'aka fa. 4 Udi-fa di ka udi anyinya; dika ndi anyinya bu azi, nọfu ka fa si agba ọsọ. 5 Fa namani dika onu ugbọ-ani n'enu ugwuga, dika onu ilele ọku nke nalacapu okpolo ọka, dika ndi di ike nke edolu n'usolo n'usolo ibu agha. 6 Ife ngbu negbu ndi nine n'uwa n'iru fa: iru nine caghacasia. 7 Fa nagba ọsọ dika ndi-dike: fa naligo enu aja-odido dika ndi agha; fa naga ebe onye anọna n'uzọ nke ya, fa emebiro usu-fa.

8 Nke ọnenwe onye nenupu ibe-ya; fa naga ebe onye anọna n'uzọ-ya: fa nadaba n'etiti ife agha, ma fa adakwusi *n'ije-fa.* 9 Fa makwasi obodo; fa nagba ọsọ n'enu aja-odido; fa naligo enu unọga; fa si windo ba nime dika onye ori. 10 Ani namarube n'iru fa; enu-igwe narurube: eme ka ọcici gbacita anya-anwu na ọnwa, kpakpando tidebe: 11 Jehofa weme ka onu-Ya ra n'iru usu ndi-agha-Ya; makana ebe Ọnyelu ikwu ebuka; makana onye mezulu okwu-Ya di ike: makana ubọsi Jehofa di nuku di azi agadaga egwu; onye ganado ya? 12 Ma ọburaba kita, ka Jehofa kwulu, welunu obi-unu nine, na ibuọnu, na ákwá, na uru, cighakutem: 13 dọwanu obi-unu, ọburọ akwa-unu, cighakutenu Jehofa Cuku-unu: makana Yanwa di amala juputa azi n'ebele, Ọdewe iwe ọsisọ, Ọnwe-azi-li imelime afọọma, Onelogha uce-Ya n'ajọ ife *Ọkeme.* 14 Onye malu ike Ogecigha, logha, rapu ngọzi n'azu Ya, *bú* àjà nni na nke ife ọlila agacunye Jehofa Cuku-unu?

15 Gbubenu opi na Zaion, donu ibu-ọnu nsọ, kpọnu nzukọ: 16 kpọkọbanu ndi *Israel,* donu nzukọ nsọ, kpọkọbanu ndi-ikenye, cikọbanu umu-aka, na ndi nala ala: ka onye nulu nwunye ọfu si n'ime-unọ-ya puta, ka nwunye ọfu si n'unọ-edina-ya puta. 17 Ka ndi ncu-aja, ndi nejelu Jehofa ozi, bebe ákwá n'etiti ọgwa na ebe icu aja, ka fa nasi, Jehofa, rapu ndi-I, aralukwana ùkwù-I nye na nkpali, ka mba *ọzọ*-ga ciba fa: maka gini ka fa geji nekwu n'etiti ndi *ọzọ-ya,* Ebe ka Cuku-fa nọ?

18 Jehofa wekwobe ekwolo maka ani-Ya, Ọwemelu ndi-Ya ebele. 19 Jehofa wezi si ndi-Y

Ne, agamezitalu unu ọka, na manya, na manu, unu geji ya liju afọ: Mmemenwozi unu ife nkpali ọzọ n'etiti mba-ga: 20 ma agamenutelu unu *usu ndi agha* nke si n'Ugwu puta aka, culu ya je n'ani ọkpọ-nku bu nkpọnkpọ ani, isi-ya n'akuku orimili nnu nke iru-anya-anwu, ọdu-ya n'akuku orimili nnu nke ọdida-anya-anwu; ísì-ya garọgota, ajọ ísì-ya garọgota, makana ọmego nuku ife-ga. 21 Atuna egwu, ngi ani ugbo, negoli nańuli azi; makana Jehofa emego nuku ife-ga. 22 Atunanu egwu, unu anu ọfia; makana ebe ita nni di-ga n'ọfia kwu nkiti nepu afifia ndu, makana osisi nami nkpulu-ya, osisi fig na fain namasi nni. 23 Nyabu golibenu, unu umu Zaion, ńulibanu na Jehofa Cuku-unu: makana Ọneuye unu mili ozizo izizi ka ezi omume-*Ya* si di, Ọneme ka mili ozizo zolu unu, mili izizi na mili ikpe-azu n'*ọnwa* izizi. 24 Ebe isuca ife gejuputa n'okili, ebe izọca *manya na manu* gejuputa na manya na manu. 25 Agamenyecigha unu arọ igwulube, na okwokwolo, na ọbubu, na pama-wom lacapulu, bu nuku usu ndi agha nkem Mzitalu n'etiti uuu. 26 Unu geliju afọ afọ ejusie unu, unu geto azi afa Jehofa Cuku-unu, Nke menyelu unu ife ebube: ifele amemenuta ndi nkem ebe-ebe. 27 Unu gama azi na Munwa nọ n'etiti Israel, na Munwa bu Jehofa Cuku-unu, ọnwerọ onye ọzọ: ifele amemenuta ndi nkem ebe-ebe.

28 Emesia ọgeme azi, na agameruwusa mọ nkem n'aru madu nine; umu-unu ndikom na umu-unu umu-nwayi gama amuma, ndi-ikenye-unu galọ nlọ, umu-ikolọbia-unu gafu ọfù: 29 n'aru ìrù ndikom azi na ìrù umu-nwayi ka Mgeruwusa mọ nkem n'ubọsi afu-ga. 30 Agamegosi azi ife ebube-ga n'enu-igwe na uwa, ọbala, na ọku, na ide

Digitized by Google

anwulu. 31 Agerughali anya-anwu ka ọgba ọcici, na ọnwa ka ọbulu ọbala, tupu nuku ubọsi di egwu nke Jehofa abia. 32 Ọgeme azi, na onye ọbuna gakpọku afa Jehofa ageme ka ọpua ya: makana n'ugwu Zaion na Jerusalem azi ka ndi gbapulu agbapu ganọ, etu Jehofa kwugolu, na etiti ndi gba ọsọ ka ndi Jehofa nakpọ *gadi azi.*

3 1 Makana ne, n'ubọsi afu-ga, na ọge afu, mgbe Mgeji me ka ndi Juda na ndi Jerusalem adọlu n'agha cigha, 2 agamakpọkọba mba nine, kpọdata fa na mgbulugudu Jehoṣafat; agamacili fa je n'ikpe n'ebe afu maka ndi nkem na maka ùkwùm *bú* Israel, ndi fa cusasili n'etiti mba-ga, ke anim. 3 Fa efegolu ndi nkem nza: nye nwata nwoke weghalu nwayi nayi ọyi, le nwata nwayi maka manya, ka fa welago. 4 Eye, kedu nke ununwa n'ebe Mnọ, unu Taia, na Zaidon, na akuku nine nke Filistia? ununwa genyecigham ife ine-ọlu ka? ọbuluna ununwa enem ọlu, agameji ngwa na ọsọ wecigha ife-ine-ọlu-unu n'isi-unu. 5 Ebe unu welugolu ọna-ọcam na ọna-edom, kwanye ezigbo ifem di-ga usọ n'unọ nsọ unu-ga; 6 umu Juda azi na umu Jerusalem ka unu lebelu umu ndi Jafan, ka unu wenute fa aka n'okè-ani-fa: 7 ne, agamakpani fa weputa fa n'ebe unu legolu fa, wecigha ife-ine-ọlu-unu n'isi-unu; 8 agamele azi umu-unu ndikom na umu-unu umu-nwayi n'aka umu Juda, fa gelebe fa ndi Ṣiba, *bú* mba ditelu aka: makana Jehofa ekwugo.

9 Kwusanu nka n'etiti mba-ga; donu agha nsọ: kpanienu ndi-dike; ka ndi agha nine kpudebe nso, ka fa rọgota. 10 Kpughalianu ọgụ-unu ka fa bulu nma-agha, na nmà ikwaca osisi unu ka fa bulu obo: ka onye nadirọ ike nasi, Munwa di

ike. 11 Menu ngwa, ka unu bia, unu mba nine dirubelu okilikili, gbakọbanu: Jehofa, me ka ndidike-I gbadata n'ebe afu. 12 Ka mba kpanie onwefa, rọgota na mgbulugudu Jehoṣafat: makana n'ebe afu ka Mganọ wekpe mba nine dirubelu okilikili ikpe. 13 Welunu nmà ibe ọka be, makana nni eghego: bianu, gbadanu; makana ebe izọca manya *fain* ejugo, ebe manya nerunye ejugo n'ọnu; makana ajọ ife-fa ebuka. 14 Ìgwè madu, ìgwè madu na mgbulugudu ike okwu! makana ubọsi Jehofa akpudebego nso na mgbulugudu ike okwu. 15 Emego ka ọcici gbacita anyaanwu na ọnwa, kpakpando netidebe. 16 Jehofa gesi na Zaion bigbọ, si na Jerusalem me ka onu-Ya ra; enu-igwe na ani gamarube: ma Jehofa gabulu ndi-Ya ebe ngbaba, bulu umu Israel iga. 17 Unu gama azi na Munwa bu Jehofa Cuku-unu, bili na Zaion ugwum di nsọ: Jerusalem gadi azi nsọ, ndi ani madu amesinwozi nime ya wegafega. 18 Ọgeme azi n'ubọsi afu, ugwu-ga ganatupu manya usọ, mili ala ganeru n'enu ngongo-ga, mili ganeru n'uzọ mili nine nke Juda; isi-iyi gesi n'unọ Jehofa waputa, ogerusa na mgbulugudu Ṣitim. 19 Ijipt gabu nkpọnkpọ ani, Idom gabu azi ọfia kwu nkiti bu nkpọnkpọ ani, maka ifi ife-ike emelu umu Juda, makana fa agbafugo ọbala nemerọ ajọ ife n'ani-fa. 20 Ma Juda genwe ndi obi ebe-ebe, Jerusalem azi sitena ndudugandu genye na ndudugandu. 21 Agamagupu ọbala-fa nke Mnagupurọ n'ajọ omume: makana Jehofa bi na Zaion.

Digitized by Google

EMOS.

1 1 Okwu Emos-ga, onye nọli n'etiti ndi nce
ife enunu nke Tekoa, nke ọfulu maka Israel
n'ubọsi Ọzaia eze Juda, na ubọsi Jeroboam nwa
Joaṣ eze Israel, arọ nabọ tupu ani-nmarube.
2 Ọwesi, Jehofa gesi na Zaion bigbọ, si na Jeru-
salem me ka onu-Ya ra; ebe ita nni nke ndi nazu
atulu gei u-ga uru, enu Kāmel gakpọnwu.
3 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Maka ifi njefie itọ
nke Damaskọs, eye, maka ifi inọ, Mmacucigha
afufu-ya; makana fa ewelugo ígwè eji esuca ife
wesulie Gilead: 4 ma Munwa gezita ọku n'unọ
Hazael, ọgalacapu nuku unọ-ga nke Ben-hedad.
5 Agametiwa nga nke Damaskọs, si na mgbulu-
gudu Efen bepu onye bi ya, site azi n'unọ Iden
bepu onye neji ọgbanci: agadọlu ndi Siria weje na
Ka, ka Jehofa kwulu.
6 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Maka ifi njefie itọ
nke Geza, eye, maka ifi inọ, Mmacucigha afufu-
ya; makana fa dọlusili madu nine n'agha, iralu
fa nye Idom: 7 ma agamezita ọku n'enu aja-
odido Geza, ọgalacapu nuku unọ-ya-ga: 8 aga-
mesi azi n'Aṣdod bepu onye bi ya, si n'Aṣkelon
bepu onye ji ọgbanci; agamerughali akam medide
Ekron, ndi Filistia gbọputalunu gana n'iyi, ka
Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.
9 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Maka ifi njefie itọ
nke Taia, eye, maka ifi inọ, Mmacucigha afufu-ya;
makana fa ralu ndi nine adọlu n'agha nye Idom,
fa ecetarọ agba nwa-nne na nwa-nne: 10 ma

agamezita ọku n'enu aja-odido Taia, ọgalacapu nuku unọ-ya-ga.

11 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Maka ifi njefie itọ nke Idom, eye, maka ifi inọ, Mmacucigha afufu-ya; makana oji nmà wecu nwa-nne-ya, mebie obi ebele ya nine, iwe-ya nali adọli mgbe nca, ọdebedidelu ọnuma-ya ebe-ebe: 12 ma agamezita ọku na Timan, ọgalacapu nuku unọ-ga nke Bozra.

13 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Maka ifi njefie itọ nke umu Amon, eye, maka ifi inọ, Mmacucigha afufu-ya; makana fa agbọwago umu-nwayi Gilead di ime afọ, ka fa weme ka okè-ani-fa bawanye: 14 ma agamamunye ọku n'aja-odido Raba, ogeji nkpọtu n'ubọsi agha, na ifufe n'ubọsi oke ifufe, welacapu nuku unọ-ya-ga: 15 agadọlu eze-fa n'agha, yanwa na ndi-isi-ya n'ofu, ka Jehofa kwulu.

2 1 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Maka ifi njefie itọ nke Moab, eye, maka ifi inọ, Mmacucigha afufu-ya; makana osulelu ọkpukpu eze Idom me ya ka ọghọru nzu: 2 ma agamezita ọku na Moab, ọgalacapu nuku unọ-ga nke Keriot; Moab ganwu n'ùzù, na nkpọtu, na onu opi: 3 agamebepu onye ikpe n'etiti fa, gbusisie ya na ndi-isi-ya nine, ka Jehofa kwulu.

4 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Maka ifi njefie itọ nke Juda, eye, maka ifi inọ, Mmacucigha afufu-ya; makana fa ajugo iwu Jehofa, fa edeberọ ukpulu-Ya-ga, okwu-asi-fa emego fa ka fa fue uzọ, nke nna-fa nejesoli: 5 ma agamezita ọku na Juda, ọgalacapu nuku unọ-ga nke Jerusalem.

6 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Maka ifi njefie itọ nke Israel, eye maka ifi inọ, Mmacucigha afufu-ya;

makana fa elego onye ezi omume n'ọna-ọca, le ọgbenye n'akpukpọ-ukwu nabọ; 7 ndi neghekpọ maka uzuzu ani n'isi ndi nenwerọ ike, fa weruka uzọ ndi ume-ani: nwoke na nna-ya ganabakulu *ofu* nwa-agbọ afu, ka fa metọ afa nsọm. 8 Fa dina ani n'usọ ebe icu aja ọbuna n'enu ákwà ewelu n'ife mbe, n'unọ Cuku-fa ka fa lalu manya ndi elili nra. 9 Ma Munwa bibisili onye-Amorait n'iru fa, onye ogonogo-ya di ka ogonogo *osisi* sidaga, yanwa si-azi-li ike dika *osisi* oak-ga; ma esim n'enu bibisia nkpulu-ya, si n'okpulu bibisia nkpọlọgwugwu-ya-ga. 10 Munwa kpọputa-azi-li unu n'ani Ijipt, due unu ọgu arọ nabọ nime ọfia kwu nkiti, ka unu wenwelu ani onye-Amorait. 11 Mwewenite ọnwọ n'umu-unu ndikom ka fa bulu ndi-amuma, na ọnwọ n'umu-ikolọbia-unu ka fa bulu ndi-Nazirait. Unu, umu Israel, ọburọnufu nọfu ka? ka Jehofa kwulu. 12 Ma unu nyelu ndi-Nazirait manya ka fa la; tielu ndi-amuma iwu, si, Amazinanu amuma. 13 Ne, Munwa gakpa *unu* nkpa n'ọnọdu-unu, dika ugbọ-ani si akpa nkpa nke juputalu n'agho ọka. 14 Ebe ngbaba gananari onye ukwu ọsọ n'iyi, onye di ike amagba onweya ume, nke dike geme ka nkpulu-obi-ya gbapu: 15 nke onye nagba uta nakwudo; onye ukwu ọsọ amagbapu: nke onye anyinya nebu neme ka nkpulu-obi-ya gbapu: 16 onye nwelu obi ike n'etiti ndi-dike gagba ọtọ gbanaba n'ubọsi afu, ka Jehofa kwulu.

3 1 Nulunu okwu nka nke Jehofa kwulu medide unu, unu umu Israel, medide ezi-na-unọ nine nke Msi n'ani Ijipt kpọgoputa,
2 Sọsọ unu ka Mmalu n'etiti ezi-na-unọ nine

uwa: nya ka Mgeji welu ajọ omume-unu nine neta unu. 3 Madu nabọ gakpakọ ukpa, belu sọ ma fa kwekọlu ọnu ka? 4 Agaba gagbọ uja n'ugboko, mgbe ọnenwerọ anu olili ka? okolọbia agaba gesi n'ọte-ya me ka onu-ya ra, ma ọbuluna ọnwuderọ ife ọbuna ka? 5 Nnunu gama n'ọnyà di n'ani, ebe ife ọbuna galata ya nadirọ ka? ọnyà gakpọfiepu, ma ọnwuderọ ife ọbuna ka? 6 Agegbu opi n'obodo, aru aghalu imaba ndi afu nni ka? ajọ ife gadakwasi obodo, nke Jehofa nemerọ ka? 7 Ezie Dinwenu-ayi Jehofa ameme ife ọbuna, belu sọ ma Okpughelu ndi-odibo-Ya bu ndi-amuma alo nzuzo Ya. 8 Agaba agbọgo uja, onye manatu egwu? Dinwenu-ayi Jehofa ekwugo, onye manama amuma?

9 Menu ka anu ya n'enu nuku unọ di-ga n'Aṣdod, na enu nuku unọ di-ga n'ani Ijipt, nasi, Gbakọbanu n'enu ugwu-ga nke Sameria, funu nuku ikpọ-aghala di-ga nime ya, na nmegbu di-ga n'etiti ya. 10 Makana fa amarọ eme ife kwu ọtọ, bu ndi kpakọbalu ife-ike na ife-npum na nuku unọ-fa-ga, ka Jehofa kwulu. 11 Nya ka Dinwenu-ayi Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Onye nmanye *gadi*, ọbunadu n'ani okilikili: ọgeme ka ike-í gbanari i, agakwali nuku unọ-i-ga. 12 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Etu onye nazu atulu si anaputa ọlu-ukwu anu nabọ, ma-ọbu ofu ibelibe ńtì, n'ọnu agaba; nọfu ka agesi naputa umu Israel ndi nọ ani na Sameria na nkuku àkwà, na enu alozi eji asili kpa di n'àkwà-edina. 13 Nulunu, gbalunu unọ Jekob ama, ka Dinwenu-ayi Jehofa, Cuku nke usu ndi agha, kwulu. 14 Makana n'ubọsi Mgeji welu njefie Israel neta ya, agameneta azi ebe-icu-aja-ga ke Betel, agebepu mpi-ga nke ebe icu aja, fa gada

n'ani. 15 Agameti unọ ọge ntumoyi na unọ ọkọci ife n'ofu; unọ ọdu gana-ga n'iyi, nuku unọ genwe-ga isi-njedebe, ka Jehofa kwulu.

4 1 Nulunu okwu nka, unu nwunye efi Beṣan, ndi di n'ugwu Sameria, ndi nemegbu ndi nenwerọ ike, ndi nazọgbu umu-ọgbenye, ndi nasi difa, Wetanu, ka ayi la. 2 Dinwenu-ayi Jehofa ewelugo idi-nsọ-Ya wenua iyi, na, ne, ubọsi gabiakwasi-ga unu, mgbe fa geji cili ukpò wewepu unu, cili ukpo azù *wepu* ndi-unu fọdulunu. 3 Unu gejepua n'ebe gbọwa-ga-lu agbọwa, ebe onye anọna ọgawaga n'iru ya; unu gatunye *cnweunu* na Hamon, ka Jehofa kwulu.

4 Bianu na Betel, gejefiebe; *bianu* na Gilgal, menu ka njefie bawanye; nebutanu ife-àjà-unu-ga kwa ututu, *na* ofu uzọ n'uzọ ili unu kwa ututu itọ; 5 welunu nke rili ari sule ka ọbulu àjà inye ekene, kwusanu àjà afọ-ofufo-ga menu ka anu maka fa: makana ife di nọnwọ ka unu fulu n'anya, unu umu Israel, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu. 6 Munwa azi enyego unu ézé nwulu enwu n'obodounu niue, na nkpa nni n'ọnọdu-unu nine: ma unu ecighakuterọm, ka Jehofa kwulu. 7 Munwa azi azọdogolu unu mili ozizo, mgbe oji fọdu ọnwa itọ ka olue ọge owuwe nni: Mweme ka ozo n'ofu obodo, me ya ka ọghalu izo n'obodo ọzọ: ofu ibelibe ka ozokwasili, ibelibe nke onezokwasirọ janwulu ajanwu. 8 Nyabuna obodo nabọ ma-ọbu itọ sọlu ngọngọ je n'ofu obodo ila mili, ma fa alajurọ afọ: ma unu ecighakuterọm, ka Jehofa kwulu. 9 Ewelugom ncica na ima-ebu wetie unu: imelime ugbo-unu na ugbo-fain-unu na osisi-figunu na osisi-ọlif-unu ka pama-wom lacapugolu: ma unu ecighakuterọm, ka Jehofa kwulu.

10 Ezitagom ajọ ọya n'etiti unu etu osi me n'Ijipt: umu-ikolọbia-unu ka Mji nmà wegbu, nyelu anyinya-unu-ga anulu n'agha; emegom ka ajọ ísì di n'ebe unu nyelu ikwu rọgota nime imi-unu: ma unu ecighakuterọm, ka Jehofa kwulu. 11 Akwatugom *ọnwọ* n'etiti unu, dika mgbe Cuku kwatulu Sọdom na Gọmora, unu di ka ọnọkọ anọtalu n'ọku nele ele: ma unu ecighakuterọm, ka Jehofa kwulu.. 12 Nya ka Mgeji me i nọnwọ, ngi Israel: ebe Mgeme i nka, kwadebe izuta Cuku-i, ngi Israel. 13 Makana, ne, Onye nakpu ugwu-ga, neke ifufe, negosi madu ife di ya n'uce, neme ututu ka ọgba ọcici, Nke nazọkwasi ebe diga enu nke uwa ukwu; Jehofa, Cuku nke usu *ndi agha* bu afa-Ya.

5 1 Nulunu okwu nka nke Munwa bubalu ka ọbulu unu abù ákwá, unu unọ Israel. 2 Nwaagbọ bú Israel adạgo; omekunizi ọzọ: aturago ya n'ani-ya; ọnwerọ onye gekunita ya. 3 Makana nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu: Obodo nke cili nnu madu nabọ na iruli apu *agha* genwe ọgu ise gbọputalunu, nke cili ọgu madu ise apu genwe madu ili gbọputalu unọ Israel. 4 Makana nọnwọ ka Jehofa gwalu unọ Israel, Cọbanum, na unu gadi: 5 ma acọnanu Betel, unu abana na Gilgal, unu agafena ije na Bia-ṣiba: makana agadọlili Gilgal n'agha, Betel gabulu ife nelorọ elo. 6 Cọbanu Jehofa, na unu gadi; maka Ozinwulu ka ọku n'unọ Josef, ọwelacapu ọmenwezi onye gemenyu ya na Betel: 7 unu ndi rughalili ikpe ka ọbulu womwud, tura ezi omume n'ani; 8 *cọbanu Onye* neme *kpakpando* Pleiadis na Orion, nerughali onyinyo ọnwu ka ọbulu ututu, neme ka efifie gba ọcici ka ucici; Onye nakpọ mili orimili nnu, rusa

fa n'ani; Jehofa bu afa-Ya; 9 Onye neme ka nbibi ntumade dakwasi onye di ike, nbibi wedakwasi iga. 10 Fa kpọlu onye naba nba n'ọnuuzọ-ilo asì, natulu onye nekwu ife zulu oke izè. 11 Nyabuna ebe unu nazọgbu onye nenwerọ ike, nalu ya okili n'ụtu: unu ewelugo nkpuma awalu awa welua unọ-ga, ma unu amebi nime fa; unu egbusigo ugbo fain di-ga usọ, ma unu amalanata manya di fa. 12 Makana amagom ka njefie-unu-ga si baka uba na ka njọ-unu-ga si sika ike; unu ndi nakpagbu onye ezi omume, nanalu ego iji gbaputa ndu, ndi neweruka ndi-ọgbenye *n'ikpe-fa* n'ọnu-uzọ-ilo. 13 Nya ka onye mutalu ife geji debe ọnu-ya du n'ọge di nọfu; makana nke afu bu ọge jọgbulu onweya. 14 Cọbanu ezi ife, ọburọ ajọ ife, ka unu wedi ndu: Jehofa, Cuku nke usụ *ndi agha*, ewenọnyelu unu, ka unu si kwu. 15 Kpọnu ajọ ife asì, funu ezi ife n'anya, menu ka ikpe kwusie ike n'ọnuuzọ-ilo: ike na Jehofa, Cuku nke usu *ndi agha*, gamulu ndi gbọputalu na Josef amala. 16 Nya ka Jehofa, Cuku nke usu *ndi agha, bú* Dinwenuayi, ji kwue nọnwọ, si: Ikwa-ákwá *gadi* n'ọnu-ilo nine; fa ganasi n'ilo nine, Éwò! éwò! fa gakpọ azi onye ọlu ugbo ka orube uru, na ndi malu ego ákwá ka fa kwaba ákwá. 17 Ikwa-ákwá gadi n'ugbo fain nine: makana agamesi n'etiti i wegafega, ka Jehofa kwulu. 18 Afufu dili unu ndi nacọ ubọsi Jehofa! maka gini ka unu ji acọ ubọsi Jehofa? *ubọsi* afu bu ọcici, ọburọ ìfè. 19 Dika agasi na madu gbanabalu agaba, bea kwudo ya; ma-obu na ọbalu nime unọ tubebe aka-ya n'aja, agwọ weta ya. 20 Ubọsi Jehofa amabu ọcici, kama ìfè ka? *ọmagba* ajọ ọcici, ifolo aghalu idi ya ka? 21 Akpọlum olili-unu-ga asì, ajulu

nzukọ-unu-ga amasọm usọ. 22 Eye, ọbu ezie na unu nesulelum àjà-nsule-unu-ga na àjà-nni-unu-ga, fa amasọm usọ: nke Mneneta àjà ndokwa-ga nke anu malu abuba unu anya. 23 Werukalum nkpọtu abù-i-ga; makana Mmanu onu une-i-ga. 24 Ma me ka ikpe neruda ka mili-ga, *ka* ezi omume *neruda* ka mili iyi nerucili anya. 25 Unu unọ Israel, unu butalum àjà na àjà nni n'ọfia kwu nkiti ọgu arọ nabọ ka? 26 Eye, unu ebulugo Ikwu eze-unu na Kiun *lú* alusi-unu-ga, kpakpando cuku-unu, nke unu melu onweunu. 27 Agameme azi ka adọlu unu fega Damaskọs, ka Jehofa kwulu, Onye afa-Ya bu Cuku nke usu *ndi agha*.

6 1 Afufu dili ndi nọ nwa bu na Zaion, ndi nọ azi n'aru-ofufo n'ugwu Sameria, ndi amalu afa-fa n'etiti ndi bu isi na mba-ga, ndi unọ Israel nabiakute! 2 Gafenu na Kalne, ka unu fu; sinu n'ebe afu jelue Hemat nke balu uba: emesia gba-danu na Gat nke ndi Filistia: fa ka ani-eze ndia uma ka? ka-ọbu na okè-ani-fa ka okè-ani-unu nuku ka? 3 Unu ndi wetelu ajọ ubọsi afu aka, me ka ọnọdu ife-ike kpudebe uso; 4 ndi nedina n'àkwà ọdú-ga, setia onwefa n'àkwà-edina-fa-ga, neli umu atulu n'etiti ìgwè atulu, si n'etiti unọ anumanu neli umu efi: 5 ndi nabuso onu une abù-ga nke neloro elo; ndi zuputalu onwefa ubọ, dika Defid; 6 ndi nala manya n'ọkwa, welu ude kacasi nmá nete onwefa; ma ntikpọ Josef ewutarọ fa. 7 Nya ka ageji dọlu fa n'agha kita n'etiti ndi ebu uzọ dọlu, nkpọtu manya nke ndi setili onwefa gagafega. 8 Dinwenu-ayi Jehofa ewelugo Onweya ńua iyi, ka Jehofa, Cuku nke usu *ndi agha*, kwulu: ngala Jekob neme Munwa izize, akpọlum nuku unọ-ya-ga asì: agamaralu azi

obodo na ife nine di nime ya nye. 9 Ọgeme azi, ọbuluna madu ili afọdu n'ofu unọ, fa ganwu. 10 Mgbè nwa-nne nna madu, bu onye gakpọle ya ọku, gebulu ya iciputa ọkpukpu-ga n'unọ, gwa onye nọ n'imelìmè unọ, si, Ọnwelu onye ọzọ nọnyelu i ka? mgbe onye afu gasi, Mba; ọgasi azi, Kpucie ọnu-i: makana ayi amefota afa Jehofa. 11 Makana, ne, Jehofa neti iwu, agetili nuku unọ, tiwa ọbele unọ. 12 Anyinya gagba ọsọ n'enu nkpuma ka? madu gewelu efi kpọbo *ebe afu* ka? na unu erughaligo ikpe ka ọbulu ònùnù, na nkpulu nke ezi omume ka ọbulu wom-wud: 13 unu ndi nanuli n'ife nkiti, ndi si, Ayi ewetarọlu onweayi mpi-ga sitena ike aka ayi? 14 Makana, ne, agamewenita mba gemedide unu, unu unọ Israel, ka Jehofa Cuku nke usu *ndi agha*, kwulu; fa gesi na nbanye Hemat wekpagbue unu genye na inili-iyi Araba.

7 1 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa melu ka mfu: ne, Ọnakpu igwulube-ga mgbe ife so-ga-lu n'ikpe-azu ji bido pube; ne, ọbu ife so-ga-lu n'ikpe-azu ka ebesili afifia eze. 2 Oluzia ka fa lacapusili afifia di n'ani, mwesi, Ngi Dinwenu-ayi Jehofa, biko, gbaghalu: kedu ka Jekob gesi kwulu? makana yanwa pelu npe. 3 Jehofa loghalu na nka: Ọmadi, ka Jehofa kwulu.

4 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa melu ka mfu: ne, Dinwenu-ayi Jehofa kpọlu ka ewelu ọku lua uka; ọwelacapu nuku ogbu mili, ọkalacapu azi okè *Jekob*. 5 Mwesi, Ngi Dinwenu-ayi Jehofa, biko, kwusi: kedu ka Jekob gesi kwulu? makana yanwa pelu npe. 6 Jehofa loghalu na nka: Nka amadizi, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu.

Google

7 Nọnwọ ka Ọmelu ka mfu: ne, Dinwenu-ayi wekwudebe ạja-odido nke eji ife ọ̀sìsì do, jide ife ọ̀sìsì n'aka-Ya. 8 Jehofa wesim, Emos, gini ka nginwa fulu? Mwesi, Ofu ife ọ̀sìsì. Dinwenu-ayi wesi, Ne, agamakwuba ife ọ̀sìsì n'etiti ndi nkem Israel; Mmagafenata fa ọzọ: 9 ebe di-ga enu nke Aisak gabu nkpọnkpọ ebe, ebe nsọ-ga nke Israel ka agatọgbọ nkiti; agameji azi nmà bini imedide unọ Jeroboam.

10 Amazaia onye ncu-aja Betel, wezigalu Jeroboam eze Israel, si, Emos ezugo ajọ izuzu imedide i n'etiti unọ Israel: ani apurọ inado okwu-ya nine. 11 Makana nọnwọ ka Emos kwulu, Jeroboam ganwu na nmà, agadọpulili Israel azi n'ani-ya. 12 Amazaia wesi Emos, Ngi onye nafu ọfù, jebe, gbanaba n'ani Juda, ka ilie nni n'ebe afu, ma azi amuma n'ebe afu: 13 ma amanwozikwana amuma ọzọ na Betel: makana nke afu bu ebe nsọ nke eze, nke afu bu azi unọ eze. 14 Emos weza, si Amazaia, Munwa aburọ amuma, nke munwa nabu nwa amuma; ma munwa bu onye nce efi, na onye nedokwa nkpulu sikamọ: 15 Jehofa wewepum n'iso ìgwè atulu, Jehofa wesim, Jebe, gamabalu ndi nkem Israel amuma. 16 Nyabu kita nulu okwu Jehofa: Nginwa nasi, Amazina amuma nemedide Israel, aturapuzina *okwu* imedide unọ Aisak; 17 nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Nwunye-i gabu onye nayi ọyi n'obodo, umu-i ndikom na umu-i umu-nwayi gada na nmà, ageke ani-i na ndili; ngi n'onwei ganwu n'ani lulu alu, agadọpulili Israel n'ani-ya.

8 1 Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa melu ka mfu: ne, ofu nkata nkpulu osisi ọkọci. 2 Ọwesi, Emos, gini ka nginwa fulu? Mwesi,

Digitized by Google

Ofu nkata nkpulu osisi ọkọci. Jehofa wesim, Isinjedebe abiakwasigo ndi nkem Israel; Mmagafenata fa ọzọ. 3 Abù unọ nsọ n'ubọsi afu gabu-ga ici-ákwá, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwùlu: ozu geri nne; etufugo fa n'ebe nine: kpucie ọnu! 4 Nulunu nka, unu ndi geno ọgbenye, me ka ndi ebudalu ebuda di n'ani gwusia, 5 nasi, Kedu mgbe ọnwa ọfu geji wena, ka ayi wele ọka? na ubọsi sabat, ka ayi cobe okili? ndi neme ka *nsi-ama* efa pe npe, me ka *ego* ṣekel webue ibu, ndi welu ife òsìsì aghughọ naghọgbu madu; 6 ka ayi gbalu ndi nenweroọ ike n'ọna-ọca, gbalu azi ọgbenye n'akpukpọ-ukwu nabọ, le azi okili afucapulu afucapu. 7 Jehofa ewelugo ngala Jekob weṅua iyi, si, Ezie Mmecezọnata ọlu ọbuna nke fa. 8 Ani amamarube maka ifi nka, onye ọbuna bi nime ya ameru uru ka? eye, ogelucasi nca nca dika Orimili; aganatughali ya ọweta, dika Orimili Ijipt. 9 Ọgeme azi n'ubọsi afu, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, na agameme ka anya-anwu daba n'oke efifie nabọ, agamagbaci uwa n'ubọsi focalu efoca. 10 Agamerughali olili-unu-ga ka fa bulu uru, na abù-unu nine ka fa bulu abù ákwá; agamejebe ákwà uju n'úkwù nine, me ka isi nkpoca di n'isi abuna isi; agameme ya ka ọdi ka irulu sọ ofu nwa-nwoke uru, isi-njedebe-ya dika ubọsi nenu inu. 11 Ne, ubọsi abiana, ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu, na Munwa gezita ugani n'ani, ọburọ ugani nni, nke ọnabu agu mili, ma ọbu inu okwu Jehofa. 12 Fa gasọlu ngọngọ si n'orimili felu orimili, si azi n'Ugwu welue n'iru-anya-anwu; fa ganagbaghali iru na azu icọ okwu Jehofa, ma fa amacọta ya. 13 N'ubọsi afu ka ufu gekpu ọmalica umu-agbọ na umu-ikolọbia maka ifi akpili ikpọ nku. 14 Ndi

ji ikpe-ọmuma Sameria anu iyi, si, Ngi Dan, etu Cuku-i difu ndu; na, Etu uzọ Bia-ṣiba difu; ọburaba fanwa gada, fa amekunita ọzọ.

9 1 Afulum Dinwenu-ayi ka Ọkwudebe ebe icu aja: Ọwesi, Tie isi ide-ga, ka ngwe ọnu-uzọ wekwerube-ga: tilisia fa n'isi fa nine; agameji nmà wegbu ndi ikpe-azu nime fa: onye ọsọ amagbanaba, nke onye ngbapu napu ya. 2 Ọbulugodu na fa gwululu na Seol, sitena ebe afu ka akam gewelu fa; ọbulugodu na fa aligolue n'enu-igwe, sitena ebe afu ka Mgewedata fa. 3 Ọbulugodu na fa zobelu onwefa n'enu Kāmel, agamenyoca weputa fa n'ebe afu; ọbulugodu na ezonarili fa anyam n'ọmu-ani orimili nnu, sitena ebe afu ka Mgetili agwọ iwu, ọgata fa. 4 Ọbulugodu na adọlu fa n'agha iga n'iru ndi-ilo-fa, sitena ebe afu ka Mgetili nmà-agha iwu, ogegbusisi fa: agamatukwasi fa anyam ime fa ajọ ife, ọburọ ime fa ezi ife. 5 Makana Dinwenu-ayi, Jehofa nke usu *ndi agha, bu* Onye nemetu ani aka ọgbaze, ndi nine bi nime ya neru uru; ogelucasi nca nca dika Orimili; weta, dika Orimili Ijipt; 6 *ọbu* Ya nalu unọ-enu-Ya-ga n'enu-igwe, tọsie igwe-Ya ike n'ani; Ya nakpọ mili orimili nnu rusa fa n'ani; Jehofa bu afa-Ya. 7 Unu umu Israel, ununwa adiro ka umu ndi Itiopia n'ebu Mnọ ka? ka Jehofa kwulu. Esirọm n'ani Ijipt kpọgoputa unọ Israel, si na Kaftoa kpọgoputa ndi Filistia, si na Kia kpọgoputa ndi Siria? 8 Ne, anya Dinwenu-ayi Jehofa nenekwasi ani-eze jọlu njọ, agamebibipu ya n'enu-uwa; belu sọ na Mmebibisi unọ Jekob nca, ka Jehofa kwulu. 9 Makana, ne, Munwa geti iwu, fuca unọ Israel n'etiti mba nine, dika afucalu *ọka* n'ife ifuca ọka, ma ofu nkpulu pekali-

Digitized by Google

sili na npe amada n'ani. 10 Ndi njọ nine nime ndi nkem ganwu na nmà-agha, ndi nasi, Ajọ ife afu amakpudebe ayi nso nke onekwudo ayi.

11 N'ubọsi afu ka Mgebunita ikwu Defid dalu ada, docie ngbọwa di-ga ya ; agamedoni azi unọ-ya tikpọlu etikpọ, agamalu ya dika n'ubọsi gbo-ga ; 12 ka fa wenwelu ndi Idom gbọputalunu, na mba nine, ndi akpọkwasili afam, ka Jehofa Onye neme nka kwulu. 13 Ne, ubọsi abiana, ka Jeho-fa kwulu, mgbe onye nakpọbo ani gekwudo onye nebe ọka, onye nazọca nkpulu fain *gekwudo* azi onye nagha nkpulu ; ugwu ganatupu-ga manya usọ, ngongo nine gagbaze. 14 Agameme ka ndi nkem Israel adọlu n'agha cigha, fa galuzi nkpọnkpọ obodo-ga, bili nime fa ; fa gegbu ugbo fain-ga, la manya di fa ; fa gegbu azi ugbo-ga, neli nkpulu-fa-ga. 15 Agamaku fa n'ani-fa, ameropunwozi fa n'ani-fa nke Mnyegolu fa, ka Jehofa Cuku-i kwulu.

OBADAIA.

1 Ọfù nke Obadaia fulu.

Nọnwọ ka Dinwenu-ayi Jehofa kwulu maka Idom : Ayi anugo akukọ n'ọnu Jehofa, aragago ukọ n'etiti mba-ga, *nasi*, Binienu, ka ayi binienu imedide ya n'agha. 2 Ne, emegom i ka ipe npe n'etiti mba-ga : enenili nginwa nọ agadaga. 3 Ngala obi-i alafugo i, ngi onye bi na ngbọwa-ga nke nkpumọ, onye ebe-obi-ya di enu ; nke nekwu nime obi-ya, Onye gebudam n'ani

4 Ọbulugodu na inefego enu dika ugo, ọbulugodu na etinyelu akwu-i n'etiti kpakpando-ga, agamesi n'ebe afu webudata i, ka Jehofa kwulu. 5 Ọbuluna ndi ori biakutelu i, ọbuluna ndi npum *bialu* n'ucici, (nekene ka esi me ka igwusia nca!) fa amezudide ewegbo fa ka? ọbuluna ndi nagho nkpulu fain biakutelu i, fa amaghọfọ nkpulu fain ọnwọ ka? 6 Nekene ka esi gwuputa *ife* Isọ-*ga!* Nekene ka esi cọputa unọ-àkù-ya-ga zolu ezolu! 7 Ndi nine ngi na fa melu àgbà aculugo i, wenye n'okè-ani: ndi ngi na fa di na ndokwa alafugo i, fa akaligo i; *ndi neli* nni-i gbalu ọnya n'okpulu i: nghọta adirọ ya. 8 Mmeme ka ndi amamife na n'iyi pua n'Idom n'ubọsi afu, *me* azi *ka* nghọta *na n'iyi* pua n'ugwu Isọ ka? ka Jehofa kwulu. 9 Ngi Timan, agemebi azi obi ndi-dike-i, ka ewewelu ogbugbu bepu onye ọbuna n'ugwu Isọ. 10 Maka ifi ife-ike emelu nwa-nne-i *bú* Jekob ifele gekpudo i, agebepu i ebe-ebe. 11 N'ubọsi ikwupulu n'usọ, n'ubọsi ndi-ọbia nutalu ife ọnwelu n'agha, ndi ani madu ba n'ọnu-uzọ-ilo-ya-ga, fekwasi Jerusalem nza, nginwa azi di ka ofu nime fa. 12 Ma enekwasina ubọsi nwa-nne-i anya n'ubọsi emelu ka ọbulu onye ani madu, anukwana umu Juda n'ubọsi ina-n'iyi-fa; nke inekwu oke okwu n'ubọsi nkpa-*fa*. 13 Abakwana n'ọnu-uzọilo ndi nkem n'ubọsi nuku afufu-fa; eye, nginwa enekwana anya n'ajọ ọkwa-fa n'ubọsi nuku afufufa; nke unu natukwasi *aka* n'ife fa nwelu n'ubọsi nuku afufu-fa. 14 Akwuna n'abu-uzọ, ka iwebepu ndi-ya gbapalu agbapu; aralukwana ndi-ya fọdulu n'ubọsi nkpa nye. 15 Makana ubọsi Jehofa adigolu mba nine nso: etu isi weme, ageme i ya; ife-ine-ọlu-i gecigha n'isi-i, 16 Makana ebe unu

lagolu ife n'enu ugwum di nsọ, nọfu azi ka mba nine gala mgbe nca, eye, fa gala, nomina, fa adi ka fa adirọli ndu. 17 Ma n'ugwu Zaion ka ndi gbapulu agbapu gadi, ọgadi azi nsọ; unọ Jekob genwe ife fa nweluli. 18 Unọ Jekob gabu ọku, unọ Josef *gabu* ilele ọku, unọ Isọ *gadi* ka okpolo ọka, fa gele ọku n'etiti fa, lacapu fa: ọmenwe onye ọbuna fọdulu n'unọ Isọ; makana Jehofa ekwugo. 19 Ndi Adagbe genwe ugwu Isọ; ndi bi n'ani ntela *genwe* ndi Filistia: fa genwe azi ani-ugbo Ifraim na ani-ugbo Sameria: Benjamin *genwe* Gilead. 20 Usu umu Israel adọlu n'agha, ndi nọ *n'etiti* ndi Kenan, *genwe* genye na Zarefat; ndi Jerusalem adọlu n'agha, ndi nọ na Sefarad, genwe obodo-ga nke Adagbe. 21 Ndi nzọputa garọgota n'enu Zaion ka fa kpe ugwu Isọ ikpe; ani-eze gabu nke Jehofa.

JONA.

1 1 Okwu Jehofa webiakute Jona nwa Amitai, si, 2 Binie, jebe na Ninefe, nuku obodo nu, ka ikpọ nkpu medide ya; makana ajọ ife-fa arọgotago n'irum. 3 Jona webinie isi n'iru Jehofa gbasi na Taṣiṣ; ọwegbada na Jọpa, wefu ofu ugbọ jekọ na Taṣiṣ; ọwetua utu-ya, ba nime ya, ka ọpua n'iru Jehofa solu fa je na Taṣiṣ. 4 Ma Jehofa zipulu ofu nuku ifufe n'orimili nnu, oke ebili weda n'orimili nnu, ewelo n'ugbọ etiwago. 5 Ndi ugbọ wetuba egwu, ebe onye anọna ọnebeku cuku-ya·

fa wetufube ife di-ga n'ugbọ n'orimili nnu, ka ọwedili fa nfe. Ma Jona gbadaluli n'imelìmè ani ugbọ; owedina ani, laruli ula. 6 Onye-isi ugbọ webiakute ya, wesi ya, Gini neme i, ngi onye ula? binie, kpọkue Cuku-i, ike Cuku elota ayi, ka ayi ghalu ina n'iyi. 7 Fa wegwalita ibe-fa n'ofu n'ofu, si, Bianu, ka ayi fe nza, ka ayi wemalu maka ifi onye ka ajọ ife nka ji dakwasi ayi. Fa wefe nza, nza wenwude Jona. 8 Fa wesi ya, Biko, gosi ayi maka ifi onye ajọ ife a ji dakwasi ayi; kedu ọlu inalu? ebe ka isi puta? kedu ani-i? kedu ndi nginwa si puta? 9 Ọwesi fa, Munwa bu onye-Hibru; munwa natu egwu Jehofa, Cuku nke enu-igwe, Nke kelu orimili nnu na ani. 10 Ndikom afu wetuba agadaga egwu, fa wesi ya, Ọbu gini ka imelu nwọ? Makana ndikom afu malu na yanwa nagbapu n'iru Jehofa, makana ogosigo fa. 11 Fa wesi ya, Gini ka ayi geme i, ka orimili nnu wejululu ayi? makana orimili nnu namawanyelili akpoli. 12 Ọwesi fa, Bunienum, ka unu tunyem n'orimili nnu; na orimili nnu gajululu unu: makana munwa amago na ọbu maka ifim ka nuku ebili a ji dakwasi unu. 13 Ma ndikom afu nyasibelu ike ka fa cigha azu n'ani; ma fa apurọ: makana orimili nnu namawanyelili akpoli namawusa fa. 14 Fa wekpọkue Jehofa, si, Ayi ayọ I, Ngi Jehofa, biko, ka ayi ghalu ina n'iyi maka ifi ndu nwoke a, amana ayi ikpe ọbala nemerọ ajọ ife: makana Nginwa, Jehofa, emegoli ka osi sọ I. 15 Fa webunie Jona, tunye ya nime orimili nnu: orimili nnu afu wekwusi iwe-ya. 16 Ndikom afu wetuba egwu Jehofa agadaga; fa wecunye Jehofa aja, wekwe nkwa di-ga nsọ. 17 Jehofa wekwadebe ofu nuku

azù ino Jona; Jona wenọdu n'afọ azù afu ubọsi
2 itọ efifie na ucici. 1 Jona wesi nime afọ azù
kpebelu Jehofa Cuku-ya. 2 Ọwesi,
Ẹsim na nkpam wekpọkue Jehofa,
Ọwezam;
Ẹsim n'afọ Ṣeol webe ákwá,
Iwenulu onum.
3 Makana Itunyelum n'ogbu mili, n'etiti ori-
mili nnu,
Orimili wedirubem okilikili;
Akpoli-i na ebili-i nine gafegalum.
4 Munwa wesi, Acupulum n'anya-i;
Ma agamenekwasi anya ọzọ n'ebe unọ nsọ I
di.
5 Mili gwọrubelum ọda, welue na nkpulu-
ọbim;
Ogbu mili dirubelum okilikili;
Afifia mili kekusilim n'isi.
6 Agbadalum n'ọmu-ani ugwu-ga;
Ani na nga-ya-ga kpacitalum ebe-ebe:
Ma Ngi, Jehofa Cuku nkem, ewenitago ndum
n'onunu.
7 Mgbe ufu kpulu nkpulu-obim nimem, eceta-
lum Jehofa:
Ekpelum webakute I, nime unọ nsọ I.
8 Ndi nariba ife nkiti neloro elo ama
Rapulu afọ-ọma-fa.
9 Ma munwa geji onu ekene wecunye I aja;
Agamenyecigha ife mkwelu na nkwa di
nsọ.
Nzọputa bu nke Jehofa.
10 Jehofa wegwa azù afu okwu, ọwegbọputa
Jona n'ani.

Digitized by Google

3 1 Okwu Jehofa webiakute Jona nke ugbolo nabọ, si, 2 Binie, jebe na Ninefe, nuku obodo nu, kpọlu ya nkpu nke Munwa nagwa i kpọ. 3 Jona webinie, wejebe na Ninefe, dika okwu Jehofa si di. Ninefe bu ezigbo nuku obodo, ije nke ubọsi itọ. 4 Jona webido baba nime obodo ije ofu mbọsi, ọwekpọ nkpu, si, Ọfọdulu ọgu ubọsi nabọ, ewekwatue Ninefe. 5 Ndi Ninefe wekwelu Cuku; fa wekwusa ibu-ọnu, jelu ákwà uju, sitena ndi bu nuku n'etiti fa genye na ndi pelu npe n'etiti fa. 6 Okwu afu welue eze Ninefe aru, oweniri n'ukpo-ya, yipu otogbo-ya, gbolu ákwà uju, nọkwasi na ntu. 7 Owekwusa kwue na Ninefe sitena iwu eze na ndi-ya amalu afa-fa, si, Ka madu ma-ọbu anumanu, *ma-ọbu* ìgwè efi ma-ọbu ìgwè atulu, ghalu imetu ife ọbuna n'ọnu: ka fa ghalu izu onwefa, ma-ọbu ila mili: 8 ma ka egbobe fa ákwà uju, ka madu ka anumanu, ka fa kpọkusie Cuku ike: eye, ka fa ebe onye anọna ka osi n'ajọ uzọ-ya, na ife-ike nke di fa n'aka, cigha. 9 Onye malu ma Cuku amecigha logha uce-Ya, si n'iwe-Ya di ọku cigha, ka ayi ghalu ina n'iyi? 10 Cuku wefu ọlu-fa-ga, na fa esigo n'ajọ uzọ-fa cigha; Cuku welogha uce-Ya n'ajọ ife nke Ọsi na Ya geme fa; Ọmerọzi ya.

4 1 Ma ọdi Jona ajọ njọ, ọwebe iwe. 2 Ọwekpelu Jehofa, si, Ayọm I, Jehofa, nka aburọ okwum, mgbe mji nọduli n'anim? Nya ka mji gbabulu na Taṣiṣ: makana amalum nà Nginwa bu Cuku amala, juputa n'ebele, Idewe iwe ọsiso, afọọma-I rili nne, Inelogha uce-I azi n'ajọ ife *Ikeme*. 3 Nyabu, Jehofa, biko, wepulum ndum; makana ọkam nma inwu ọnwu kama idi ndu. 4 Jehofa wesi, Imelu ọfuma n'iwe iwe ka? 5 Jona wepua

Digitized by Google

n'obodo, nọdu ani n'akuku iru-anya-anwu nke obodo, n'ebe afu ka ọmebelu onweya ofu ikwu, ọwenọdu n'okpulu ya na ndo-ya, ka ọwefu ife geme obodo afu. 6 Jehofa Cuku wekwadebe ofu nuku ogili-ugba, me ya ka osonita n'enu Jona, ka ọbulu ndo n'isi-ya, ka ọwenaputa ya n'ajọ ọnọdu-ya. Jona weṅulia agadaga maka ifi ogili-ugba afu. 7 Ma Cuku kwadebelu ofu idide ka ci-ya folu, owelibẹsia ogili-ugba afu, ọwekpọnwua. 8 Oluzia, ka anya-anwu walu, Cuku kwadebe ifufe okpomọku nke iru-anya-anwu; anwu wemakwasi Jona n'isi, ufu wekpue ya, ọweyọlu onweya ka ya nwuru, ọwesi, Ọkam nma inwu ọnwu, kamà idi ndu. 9 Cuku wesi Jona, Imelu ọfuma n'iwe iwe ogili-ugba afu ka? Ọwesi, Emelum ọfuma n'iwe iwe ọburaba genye n'ọnwu. 10 Jehofa wesi, Nginwa melu ebele ogili-ugba, nke inadorọ àkànyà ya, nke ineme ya ka oso; nke sonitalu n'ofu ucici, na n'iyi n'ofu ucici: 11 ọkwesirọ ka Munwa melu Ninefe, nuku obodo nu, ebele; ebe kalili ula-nnu madu ili-na-ise bi, ndi namarọ nke bu aka-nni na aka-ekpe-fa; na imelime anumanu.

MAIKA.

1 1 Okwu Jehofa nke biakutelu Maika onye-Morạstait n'ubọsi Jotam, na Ehaz, na Hezekaia, ndi-eze Juda, nke ọfulu maka Sameria na Jerusalem.

2 Nulunu, unu ndi *nine n'uwa*, unu nca; ṅa

Digitized by Google

nti, ngi uwa, na ife julu ya: ka Dinwenu-ayi Jehofa bulu onye ama n'etiti unu, *bú* Dinwenu-ayi sitena unọ nsọ Ya. 3 Makana, ne, Jehofa si n'ọnọdu-Ya biana, Ogagbadata, zọ ukwu n'ebe di-ga enu nke uwa. 4 Agagbaze ugwu-ga n'okpulu Ya, ageme azi ka mgbulugudu gbọwasia, dika mgba n'iru ọku, dika mili esi n'ebe di mkpogo-mkpo ruda. 5 Maka ifi njefie Jekob ka ife nine ndia ji me, na maka ifi njọ-ga nke unọ Israel. Gini bu njefie Jekob? ọburọ Sameria ka? gini bu ebe di-ga enu nke Juda? fa aburọ Jerusalem ka? 6 Nyabuna agameme Sameria dika obo ife nke di n'ani-ugbo, dika ebe igbu ugbo fain: agamerunye azi nkpuma-ya-ga na mgbulugudu, kpughe ntọ-ani-ya-ga. 7 Alusi-ya nine apili api ka agetilisi, na ife nine oji go ego ka ageji ọku sule, alusi-ya nine ka Mgeme nkpọnkpọ ife: makana osi n'ife eji go nwayi nayi ọyi kpakọba fa, fa gecigha ibu ife eji go nwayi nayi ọyi ọzọ. 8 Maka ifi nka ka mgeji ti aka n'obi ci ákwá, agameyipu afe gbalu ọtọ naga: agamebe uya dika nkita ọfia, kwa ákwá dika ọstric-ga. 9 Makana ebe emetalu ya ọnya adirọ nzọta: makana ọbialugo Juda aru; olugo n'ọnu-uzọ ndi nkem, *ọbunadu* na Jerusalem. 10 Egosikwana ya na Gat, akwana ákwá manca: na Bet-le-Afra ka mtululu onwem n'etum. 11 Gafenu, ngi nwayi nke bi na Ṣafia, n'ọtọ na ifele: nwayi bi na Zeanan aputarọ; ikwa-ákwá nke Bet-izel ganalu unu ebe ọkwukwu di ya. 12 Makana nwayi bi na Marot nọ n'ife ngbu ice ezi ife: makana ajọ ife esigo n'aka Jehofa gbadata n'ọnu-uzọ-ilo Jerusalem. 13 Kedo ugbọ-ani n'anyinya nwelu ukwu ọsọ, ngi nwayi bi na Lekiṣ: yanwa bu nbido njọ n'ebe ada Zaion nọ; makana nje-

Digitized by Google

fie-ga nke Israel ka afulu nime i. 14 Nya ka igeji nye Moreṣet-gat onyinye una: unọ Akzib-ga gabulu ndi-eze Israel *mili iyi* nalafu alafu. 15 Agamewetakwulu i, ngi nwayi bi na Mareṣa, onye genwe i: otuto Israel gabialu n'Adọlam. 16 Kpoca isi-i, kọpu isi-i maka umu nke ife-fa sọlu i: kpocawanye isi-i dika nke udene; makana esigo n'ebe inọ dọlu fa n'agha.

2 1 Afufu dili ndi nezuputa ajọ ife nalu ajọ ife n'enu àkwà-fa! mgbe ci focalu, fa eme ya, makana ọdi n'ike aka-fa. 2 Fa tukwasi anya-ukwu n'ani-ugbo, zọlu fa; n'unọ-ga azi, fa analu fa: fa emegbue madu na unọ-ya, ọbunadu madu na ùkwù-ya. 3 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si: Ne, anamezulu ezi-na-unọ a ajọ ife, nke unu manekopu onu-unu, nke unu neji ngala ejeghali; makana nka bu ajọ ọge. 4 N'ubọsi afu fa gatu inu medide unu, busibe abù ákwá ike, si, Emebi-sigo ayi nca: onerughali okè ndi nkem: nekene ka osi análum *ya!* ọnekelu onye rirukalu eriruka ani-ugbo-ayi. 5 Nyabuna imenwezi onye geji nza weseti udọ na nzukọ Jehofa. 6 Unu aturapuzina *okwu, nọnwọ ka* fa naturapu *okwu*. Fa amaturapu *okwu* ndia: okwu-*fa* nemenye ifele n'iru adakwusi. 7 Gbọ, ngi unọ Jekob, agekwu, si, Mọ nke Jehofa nebenata ebenata ka? ndia bu-ga ọlu-Ya ka? Okwum ademe onye neje ekelesu ezi ife ka? 8 Ma ndi nkem binili nyafu dika onye ilo: uuu kopu ákwà okuko n'enu afe n'aru ndi naga n'aru-ofufo *dika ndi* nezelu agha. 9 Umu-nwayi ndi nkem ka unu cupulu n'ọmalica unọ-fa-ga; unu nanapu umu ọfu fa otutom ebe-ebe. 10 Binienu, ka unu pua; makana nka aburọ izulu-ike-unu: maka ifi ilu-alu nke nemebi, ọbu-

nadu na nmebi nke sili ajọ ike. 11 Ọbuluna madu nke nakpaghali n'ifufe na aghughọ anasi asi, *si*, Agamaturapulu i *okwu* manya na ife ọlila sili ike; ya gabu-azi-li ndi nka onye naturapu *okwu*.

12 Ngi Jekob, agamekpokọbalili ndi-i nine; agamacikọbalili ndi Israel gbọputalunu; agamedebekọ fa ọnu dika atulu nke Bọzra: dika ìgwè atulu n'etiti ebe ita nni fa, fa ganakpọ ùzù maka *uba* madu. 13 Onye ntiwa agabulugo n'iru fa: fa etiwago gafe welue n'ọnu-uzọ-ilo, si n'ebe afu pua: eze-fa agago n'iru fa, Jehofa *agago* n'isi-fa.

3 1 Mwekwue si, Biko, nulunu, unu ndi-isi Jekob, na ndi naci unọ Israel: ọdirọlu unu imata ikpe ka? 2 unu ndi nakpọ ezi ife asì, nafu ajọ ife n'anya; ndi nadọwapu akpukpọ-aru-fa, na ulu-aru-fa n'ọkpukpu-fa; 3 ndi neli azi anu ndi nkem; gba fa akpukpọ, tiwasia ọkpukpu-fa-ga: eye, fa egbulisie fa, dika ife *isi* n'ite, di azi ka anu nke di n'ite ọna. 4 Mgbe afú ka fa gebeku Jehofa, ma Ọmaza fa: eye, Ogezonari fa iru-Ya n'ọge afu, dika fa si eme ajọ ife n'omume-fa-ga. 5 Nọnwọ ka Jehofa kwulu maka ndi-amuma neme ka ndi nkem fue uzọ; ndi ji ézé-fa ata alu nakpọ, Ndokwa; onye netinyerọ ife n'ọnu-fa, fa edo agha nsọ medide onye afu: 6 Nya ka ucici geji dili unu, ka unu ghalu ifu ọfù; ọgagbalu unu ọcici, ka unu ghalu ifu ndi-mọ; anya-anwu gadakpu ndi-amuma, efifie gagbakpu fa ọcici. 7 Ifele geme ndi nafu ọfù, agemenye ndi nafu ndi-mọ ifele n'iru; eye, fa nine gekpuci egbugbele-ọnu-fa: makana aziza ọbuna nke Cuku adirọ. 8 Ma munwa juputalu n'ume ezie, na ikpe; na ike, sitena mọ nke Jehofa, igosi Jekob njefie-ya, na *igosi* Israel njọ-ya. 9 Biko, nulunu nka, unu ndi-isi unọ Jekob, na ndi naci

unọ Israel, ndi ikpe *kwu ọtọ* neme izize, ndi nagbagọ ife nine kwu ọtọ. 10 Fa welu ọbala wedonie Zaiọn, welu ajọ omume *donie* Jerusalem. 11 Ndi-isi-ya nekpe maka ifi ife ine ọlu, ndi ncu-aja ya nakuzi maka ifi ugwọ, ndi-amuma-ya nafu ndi-mọ maka ifi ego: ma fa adabebe Jehofa, nasi, Jehofa anọrọfu n'etiti ayi ka? ọnwerọ ajọ ife ọbuna gadakwasi ayi. 12 Nya ka ageji bọ Zaion ka esi abọ ani-ugbo maka ifi unu, Jerusalem gatulu n'obo, ugwu unọ afu *gadi* ka ebe di-ga enu nke ugboko.

4 1 Ọgeme azi n'ubọsi ọdi-n'iru, na ugwu unọ Jehofa gakwusi ike n'enu ugwu-ga, agebugo azi ya kalia ngongo nine; ndi *di-ga n'ice n'ice* genuba na ya. 2 Imelime mba geje si azi, Bianu, ka ayi rọgolu n'ugwu Jehofa, n'unọ Cuku nke Jekob; Ọgakuzili ayi *ọnwọ* n'uzọ-Ya-ga, ayi gakpaghali n'ọkpu-uzọ-Ya-ga: makana iwu gesi na Zaion puta, okwu Jehofa esite azi na Jerusalem. 3 Ọgekpe azi ikpe n'etiti imelime ndi, balu mba si-ga-lu ike nọ n'ọte-aka nba; fa gakpughali nmà-agha-fa ka fa bulu ọgu, na ube-fa azi ka fa bulu nmà ikwaca osisi: mba amebunita nmà-agha medide mba, fa amamuzi agha ọzọ. 4 Ma fa ganọdu ebe onye anọna n'okpulu fain-ya na okpulu osisi fig-ya; ọnwerọ onye geyi fa egwu: makana ọnu Jehofa nke usu *ndi agha* ekwugo. 5 Makana ndi nine *n'uwa* ganejeghali ebe onye anọna n'afa cuku-ya, ayinwa azi ganejeghali n'afa Jehofa Cuku-ayi mgbe nine ebe-ebe.

6 N'ubọsi afu, ka Jehofa kwulu, ka Mgekpokọba nwayi nalu ukwu, agacikọba nwayi acupulu acupu, na nwayi nke Mmegolu ajọ ife; 7 agameme nwayi nalu ukwu ka ọbulu onye gbọputalunu,

na nwayi acutelu aka ka ọbulu mba sili ike: Jehofa gecili fa eze n'ùgwu Zaion site kọdinwọ wegabazia ebe-ebe. 8 Nginwa, unọ-enụ nke ìgwè atulu, Ofẹl nke ada Zaion, ngi ka ọgabiakute; eye, ọcici anaci mbu gabia, ani-eze ada Jerusalem. 9 Kita gini kpatalu iji akpọsi nkpu ike? Eze adirọ nime i ka, ọtu-alo-i anago n'iyi, ife ngbu ji welu i aru dika nwayi namu nwa? 10 Ka ife ngbu negbu i, ka ime mebe i, ngi ada Zaion, dika nwayi namu nwa: makana kita ka igesi n'obodo pua, gebili n'ọfia, bialue na Babilon; n'ebe afu ka aganaputa i; n'ebe afu ka Jehofa gagbaputa i n'aka ndi-ilo-i. 11 Kita imelime mba agbakọgo medide i, ndi si, Ka emelua ya, ka anya-ayi kilie Zaion. 12 Ma ſanwa amarọ izuzu Jehofa, nke fa naghọta alo-Ya: makana Okpokọbago fa dika agho n'ebe isuca ọka. 13 Binie ka isucaba, ngi ada Zaion: makana agameme mpi-i ka ọbulu ígwè, me azi ikpata-ukwu-i ka fa bulu ọna-ọku: igesule imelime ndi *ọzọ-ga:* agameweputalu Jehofa elelefa n'uzọ, *weputalu* Dinwenu uwa nine ife fa nwelu.

5 1 Kita ka igekpokọba onwei n'usu-ga, ngi ada nke usu-ga: ọnọcibidogo ayi: ſa geji ọkpọsi wetie onye ikpe Israel ife na nti.

2 Ma nginwa, Bet-lehem Efrata, nke pelu npe idi n'etiti umu-nna Juda, nime i ka ofu onye gesi putakutem nke gabu onye nacinu n'Israel; onye ọpupu-ya siteluli na gbo, sitena ubọsi ebe-ebe. 3 Nya ka ogeji ranye fa, genye n'ọge nwayi namu nwa muputalu: umu-nna-ya fọdulunu ewecighakute umu Israel. 4 Ọgakwulu azi, zua *ìgụẹ̀ atulu ya* n'ike Jehofa, n'ọkaka nke afa Jehofa Cuku-ya: fa gebili; makana kita ka ọgabu nuku wenye n'ebe uwa jedebelu. 5 *Nwoke* nunwa gabu

ndokwa-*ayi:* mgbe onye Asiria gabata n'ani-ayi, mgbe ọgazọ ukwu na nuku unọ-ayi-ga, mgbe afu ka ayi gewenita madu isa nazu atulu, na *ndikom* isatọ *ndi bu* ndi-isi n'etiti madụ, imedide ya. 6 Fa geji nmà wezu ani Asiria, na ani Nimrod n'ọnu-uzọ-ilo-ya-ga: ọganaputa ayi n'aka onye Asiria, mgbe ọbialu n'ani-ayi, mgbe ọzọlu ukwu n'okè-ani-ayi. 7 Ndi Jekob gbọputalunu gadi n'etiti imelime ndi dika igiligi si n'aka Jehofa da, dika nsanṣa mili n'enu afifia; nke negerọ madu, nke ọnece umu nke madu. 8 Ndi Jekob gbọputalunu gadi n'etiti mba-ga, n'etiti imelime ndi, dika agaba n'etiti anu di-ga n'ugboko, dika okolọbia agaba n'etiti ìgwè atulu: nke gabu, ọbuluna osi n'etiti ga, ọgazọtu dolisie, ọnwerọ onye ganaputa. 9 Ka ewenita aka-i ka ọkalia ndi nemedide i, ka ebepu ndi-ilo-i nine.

10 Ọgeme azi n'ubọsi afu, ka Jehofa kwulu, na agamekpocapu anyinya-i-ga n'etiti i, me azi ka ugbọ-ani-i-ga na n'iyi: 11 agamekpocapu obodo di-ga n'ani-i, kwatusie iga-i nine: 12 agamekpocapu ime-anwansi n'aka-i; imenwezi ndi nenene ani: 13 agamekpocapu azi alusi-i api-ga-lu api na ide-i-ga n'etiti i; imesekpunwozili ọlu aka-i ọzọ. 14 Agameropu azi Aṣerim nke i n'etiti i: agamebibi azi ndi-ilo-i. 15 Agamabọ ọbọ̀ n'iwe na ọnuma n'aru mba ndi nanurọ *onum.*

6 1 Biko nulunu ife Jehofa kwulu: Binie, nalu uka n'iru ugwu-ga, ka ngongo nulu onu-i. 2 Nulunu, unu ugwu-ga, na unu ntọ-ani ọkpu-ga nke uwa, ilu-uka nke Jehofa: makana Jehofa ga-luso ndi-Ya uka, Ya na Israel gekpe ikpe. 3 Ngi ndi nkem, gini ka Mmelu i? kedu if

Mmelu gwulu i ike? zam. 4 Makana esim n'ani Ijipt wekpọgoputa i, gbaputa i n'unọ ibu orù; mzie Moses, na Eron, na Miriam, ka fa ga n'iru i. 5 Unu ndi nkem, bịko cetanu ife Belak eze Moab tulu alo-ya, na ife Belam nwa Beọ zalu ya; *cetanu* sitena Ṣitim genye na Gilgal, ka unu wemata ezi omume-ga nke Jehofa. 6 Gini ka mgeji webia n'iru Jehofa, runata onwem n'iru Cuku di enu? agameji àjà nsule webia n'iru-Ya, *bú* umu efi gbalu ofu arọ ka? 7 Nnu kwulu nnu ebunu gasọ Jehofa, *ka-ọbu* ula-nnu kwulu ula-nnu orimili neru sọ manu manu ka? agamewelu di-ọkpalam nye maka njefiem, nkpulu afọm maka njọ nkpulu-obim? 8 Ngi madu, Ogosigo i ife di nma; kedu ife Jehofa nacọ n'aka-i, belu sọ ka ikpe ikpe kwu ọtọ, fu afọ-ọma n'anya, welu obi ume-ani solu Cuku-i naga?

9 Onu Jehofa nakpọ obodo okù, *onye* amamife gafu afa-I: nulunu onu itali, na Onye kalu ya. 10 Àkù ife ọjọ dililifu na be onye ọjọ, na *nsi-ama* efa ebenata-ga-lu ebenata nke bu alu ka? 11 Agamadi ọca *n'obi* ma mnwe nsi-ama ọjọ, na akpa nkpuma òsìsì nke nligbu ka? 12 Makana ndi-ọgalanya di ya juputalu n'ife-ike, ndi bi nime ya ekwugo okwu asi-ga, ile-fa nalafu nlafu n'ọnu-fa. 13 Nyabu na Munwa azi emego i ka ajọ aru nwua i sitena iti i ife; emegom i ka ibulu nkpọ-nkpọ obodo maka ifi njọ-i-ga. 14 Nginwa geli ife, ma afọ ameju i; afọ-awọlọ-i gadilili nime i: igakwapu *ife*, ma imeme ka fa pua n'aka ndi-ilo; ife imelu ka ọpua nke afu ka Mgaranye n'aka nmà. 15 Nginwa gagha, ma imaghọ: nginwa gazọca ọlif, ma imete onwei ude; *igazọca* nkpulu fain, ma imala manya. 16 Makana edebelu

ukpulu-ga nke Omrai, na olu nine nke uno Ehab, unu nakpaghali azi n'alo-fa-ga: ka Mweme i nkponkpo obodo, me ndi bi nime ya ife ima-oso; unu gebulu nkpali ndi nkem.

7 1 Afufu nadilim! makana adim ka mgbe fa kpokobasili nkpulu okoci, dika nghofo oghugho fain: akpa fain adiro nke ageli eli; nke fig bu uzo ca nadi bu nke naso nkpulu-obim. 2 Onye afo-oma anago n'iyi pua n'uwa, onwero onye kwu oto n'etiti madu: fa nca nece anwu obala; fa welu ife ntufi ebe onye anona onacu nta nwa-nnaya. 3 Aka-fa nabo di n'ajo ife ime ya ofuma; onye-isi naju ase, onye ikpe *kwadebe* inalu ife ine olu; onye di nuku, yanwa nekwu ajo ocico nke nkpulu-obi-ya: nonwo ka fa si akpako ya onu. 4 Onye kasi fa nine na nmá di ka okilika: onye kwukalili oto jokalili ogige ogwu: ubosi ndi-nce-i, *lú* nneta-i, abiago; kita gabu oge igba fa ghali. 5 Unu atukwasina ncekwube n'oyi, unu adabebena onye ukpa: debelu nwayi dina n'obi-i egbugbele-onu-i du. 6 Makana nwa-nwoke nakpali nna-*ya*, nwa-nwayi nebini imedide nne-ya, nwunye nwa nemedide nne di-ya; ndi-ilo madu bu ndi be-ya.

7 Ma munwa, na Jehofa ka mganece nce; agamnege Cuku nke nzoputam: Cuku nkem ganu onum. 8 Anulikpokwanam anuli, ngi onye-ilom: mgbe mdalu, agamebini; mgbe mno n'ocici, Jehofa gabulum ife. 9 Agamebu onuma Jehofa, makana emegom njo medide Ya; genye mgbe Ogekpe onum, kpelum ikpe: Ogeme ka mputa n'ife, agamafu ezi omume Ya. 10 Onye-ilom gafu azi ya, ifele gekpudo ya; nke sim, Kedu Jehofa Cuku-i? Anyam gafu ya; kita ka agazoda ya

dika apiti nke di n'ilo-ga. 11 Ubọsi ido aja-i *gadi!* n'ubọsi afu ka agakpawanye okè-ani. 12 N'ubọsi afu ka fa gabiakute i, sitena Asiria na obodo di-ga na Mazoa, site azi na Mazoa genye n'Orimili, sitena orimili nnu genye n'orimili nnu, *sitena* ugwu genye n'ugwu. 13 Ma ani gabu nkpọnkpọ ani maka ifi ndi bi nime ya, maka nkpulu nke omume-fa-ga.

14 Welu ọkpọsi-I zuba ndi-I, *bú* ìgwè atulu nke ùkwù-I, ndi nke bi ice, n'ugboko n'etiti Kāmel: ka fa kpaba nni na Beṣan na Gilead, dika n'ubọsi nke gbo. 15 Dika ubọsi nke nputa-i n'ani Ijipt ka Mgegosi ya ife ebube-ga. 16 Mba *ọzọ*-ga gafu *ya* ifele eme fa n'ike fa nine: fa gekpuci aka-fa n'ọnu-fa, nti-fa geci. 17 Fa ganalaca etum dika agwọ; dika ife nakpu akpu nke ani ka fa gesi n'ebe fa gwulu iga welu aru ima nni webia: fa geji egwu biakute Jehofa Cuku-ayi, egwu ganatu fa maka I. 18 Onye bu Cuku dika I, Nke nebupụ ajọ omume, naghalu njefie nke ndi gbọputalunu n'ùkwù-Ya? Ọdedebe iwe-Ya ọkpu, makana afọ-ọma nasọ Yanwa usọ. 19 Ogecigha ọzọ melu ayi ebele; Ọgazọda ajọ omume-ayi: Igekponye njọ-fa nine n'ogbu orimili nnu. 20 Igenye Jekob ezi-okwu, melu Abraham afọ-ọma, nke Iṅulu nna-ayi-fà n'iyi sitena ubọsi gbo.

NEHUM.

1 1 Ibu ebolu Ninefe. Akwukwọ ọfù nke Nehum onye-Elkoṣait.

Digitized by Google

2 Jehofa bu Cuku ekwolo nạbọ azi ọ́bọ̀; Jehofa nabọ ọ́bọ̀ juputa n'ọnuma; Jehofa nabọ ọ́bọ̀ n'aru ndi nemedide Ya, Yanwa nedebe-azi-li ndi-ilo-Ya *iwe.* 3 Jehofa adewe iwe ọsisọ, Ọdi nuku n'ike, ọnwerọ ka Ọgagupunata *ndi ikpe malu:* Jehofa nwelu uzọ-Ya n'oke ikuku na oke ifufe, ulukpu bu uzuzu ukwu-Ya. 4 Ọnabalu orimili nnu nba, me ka ọta, takọlọsia orimili nine: Beṣan najanwu, na Kāmel, ototo Lebanon najanwu azi. 5 Ugwu namarube-ga n'iru-Ya, ngongoga gbaze; ebunita ani n'iru Ya, eye, ani nine, na ife nine bi nime fa. 6 Onye gakwu n'iru ajọ iwe-Ya? onye gakwudo n'idi-ọku nke iwe-Ya? erupulu ọnuma-Ya dika ọku, etilisili nkpuma n'aka-Ya. 7 Jehofa di nma, ebe sili ike n'ubọsi nkpa; Ọma-azi-li ndi gbabalu na Ya. 8 Ma Ogeji iji welukpo weme ka ebe-ya gwusia nca, culu ndi-ilo-Ya nye n'ọcici. 9 Gini ka unu zulu medide Jehofa? Yanwa geme ka ọgwusia nca: nkpagbu amebini nke ugbolo nabọ. 10 Makana ọbulugodu na fa di ka ogwu tufi-ga-lu atufi, de azi n'ife-ọlila-fa, agelecapu fa dika okpolo ọka kpọsili nku nca. 11 Ofu onye esigo nime i puta, nke nezu ajọ ife medide Jehofa, natu alo ife neloro elo. 12 Nọnwọ ka Jehofa kwulu: Ọbulugodu na fa nọ n'ike zulu oke, ri azi nne, ọbunadu nọfu ka agesi gbutu fa, ọgagafega azi. Ọbu ezie na ebudagom i-li, ma Mmebudazi i ọzọ. 13 Kita ka Mgetikwopu ukpako-onu-ya n'onu-i, tibesia agbu-i. 14 Jehofa etigo iwu maka i, ka aghalu igha ife ọbuna ọzọ nwelu afa-i: sitena unọ cuku-i-ga ka Mgesi bepu alusi apili api na alusi akpulu akpu; agamegwu ini-i; makana iloro elo. 15 Ne, ukwu onye ozi ọma n'enu ugwu-ga, *bú* onye neme ka anulu ndokwa!

Libe olili-i-ga, ngi Juda, mezue nkwa-i di-ga nsọ: makana onye nelọrọ elo amesinwozi nime i wega ọzọ; ebepusili ya nca.

2 1 Onye netilisi arọgota n'iru i: cebe iga, nece uzọ, fiesie ákwà-ume-i ike, me ka ume-i sie ezigbo ike. 2 Makana Jehofa ewecighana ọkaka Jekob ọzọ, dika ọkaka Israel: makana ndi nrupu erupugo fa, mebie ngadaba-fain-fa. 3 Emelu ọta ndi-dike-ya ka ọdi nme-nme, ndi-odogwu yili afe ododo: ugbọ-ani nwelu ígwè negbupu egbupu n'ubọsi nkwadebe-ya, anemerubesi osisi fia ike. 4 Ugbọ-ani nekwoghali n'ilo-ga, fa nakwakulu onwefa n'ọnu-ilo-ga: udi-fa di ka ọku ọwa, fa nagba ọsọ dika àmùmà. 5 Ọneceta ndi-ya amalu afa-fa: fa nasọ ngọngọ n'ije-fa; fa welu ngwa gbakute aja-odido-ya, akwadebe ife ngbobido. 6 Emeghepulu ọnu-uzọ orimili-ga, nuku unọ nede. 7 Agbabalu Họzab ọtọ, ebupu ya, ndi-odibo-nwayi-ya nasu ude dika agasi na ọbu onu nduli-ga, neti aka n'obi-fa. 8 Ma Ninefe yili ọdọ mili sitena ọgọ gbo: ma fanwa nagbapu agbapu; Kwulunu, kwulunu, *ka fa nakpọ;* ma ọnwerọ onye nagha anya n'azu. 9 Kwalianu ọna-ọca, kwalianu ọna-edo: makana ife akpadolu enwerọ ngwusi, àkù nke ife usọ nine. 10 Ọtọgbọlu nkiti, tọgbọlu kponcala, bulu nkpọnkpọ ebe: obi nagbaze, nkpili-ukwu netikọli ọnu, ife ngbu di n'úkwù nine, iru-fa nine gbalusia. 11 Kedu ebe ọte agaba di, na ebe anazu umu-ikolọbia agaba, ebe oke agaba *na* ńwunye agaba nakpaghali, *na* nwa agaba, ọnwerọ onye neme ka egwu tua fa? 12 Agaba nadọli anu gezulu umu-ya, tọgbutalu inyeme-ya anu, welu anu oneli wekpojue ugbò-ya-, welu ife ọdọlili kpojue ọte-ya. 13 Ne, aname-

Digitized by Google

medide i, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, agamesule ugbọ-ani-ya-ga nime anwulu, nmà gelicapu umu-ikolọbia agaba: agamebepu anu adọlili n'uwa, amanunwozi onu ndi-ozi-i.

3 1 Afufu nadili obodo ọbala! ojuputasili n'así na npum; ife nkwali apurọ. 2 Onu itali, na onu ncighali wil-ga; na anyinya nawu ikpọtọ, na ugbọ-ani nawuni enu; 3 onye anyinya-bu naligo, na nmà negbupu egbupu, na ube negbu malamala; na ìgwè ndi egbulu egbu, na nuku obo ozu-ga: ozu enwerọ ngwusi; fa nasọkwasi ozu-fa ngọngọ: 4 maka ifi imelime iyi-ọyi nke ọmalica nwayi nayi ọyi; bu nwayi nwe ife anwansi-ga, nke nelega mba sitena iyi-ọyi-ya, na umu-nna-ga sitena anwansi-ya. 5 Ne, anamemedide i, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, agamekonita azi otogboi n'iru-i; agamegosi mba-ga ọtọ-i, *gosi* ani-eze-ga ifele-i. 6 Agamatukwasi i ife alu, me i ka ibulu ife nkpali, kwuba i ka ibulu ife nkili. 7 Ọgeme azi, na ndi nine nekili i gagbanari i, nasi, Ebibisia Ninefe: onye gerulu ya uru? ebe ka Mgacọgalu i ndi ntasi-obi? 8 Ika No-amon nma, nke kwuli n'etiti orimili-ga, mili dirubelu ya okilikili; nke orimili nnu bu iga-ya, aja-odido-ya si n'orimili nnu puta? 9 Itiopia na Ijipt buli ike-ya, ọnwerọzi njedebe; Put na Lubim buli ndi-inyeaka-i. 10 Ma ewepulu yanwa, adọlu ya n'agha: umu ọfu ya azi ka apialisili n'ọnu ilo nine: fa wefe nza maka ndi-ya di ebube, ndi-nuku-ya ka akpọdosili n'ọgbiligba. 11 Nginwa azi gatu manya, agekpudo i; nginwa azi gacọ ebe sili ike maka ifi onye ilo. 12 Iga-i nine gadi *ka* osisi figga nke nwelu nkpulu fig izizi calu aca: obuluna amarube fa, fa adanye n'ọnu onye neli fa. 13 Ne

ndi-i nọ nime i bu *sọ* umu-nwayi; ọnu-uzọ-ilo diga n'ani-i ka emeghepusili ndi-ilo-i: ọku alacapugo nga-i-ga. 14 Cuelu onwei iyi maka nnọcibido, me ka iga-i sie ike: je n'ulu, ka izọta aja, jide ife ikpu aja. 15 N'ebe afu ka ọku galacapu i: nmà gebepu i, ọgalacapu i dika okwokwolo: me onwei ka irie nne dika okwokwolo, me onwei ka irie nne dika igwulube. 16 Imego ndi-afia-i ka fa ba uba kalia kpakpando igwe: okwokwolo nagbasa onweya, felu. 17 Ndi-i ekpubegolu okpu eze di ka igwulube, ndi-ọde-akwukwọ-i di ka ìgwè igwulube, ndi belu n'aja edo-ga-lu edo n'ubọsi julu oyi, ma ka anya-anwu walu fa fenaba, amarọzi ọnọdu-fa ebe fa nọ. 18 Ndi nazu atulu i nala ula, ngi eze Asiria: ndi-i amalu afa-fa nezu ike: akpasalu ndi-i n'enu ugwu-ga, ọnwerọ onye gekpokọba fa. 19 Ntili-i adirọ nbenata; ọnyá-i jọgbulu onweya: ndi nine nanu akukọ-i nakukpo i aka-fa; makana onye ka ajọ ife-i nagarọ n'isi ya mgbe nine?

HABAKUK.

1 1 Ibu Habakuk amuma fulu.
2 Ngi Jehofa, kedu ka mgakwata ákwá **be** ma Imanu? Anamakpọku I, *si* Ife-ike, ma **Imazọputa.** 3 Maka gini ka Iji me ka mfu ife **nelorọ** elo, me ka mnekwasi ife ilu aru anya? **makana** nkwali na ife-ike di n'irum: esemokwu di **azi,** ọgu weputa. 4 Nya ka iwu ji julumuli, **ikpe**

adapunatazi ìfè: makana onye ọjọ nọrubelu onye ezi omume; nya ka ikpe ji pua ìfè gbagọ agbagọ. 5 Funu n'etiti mba-ga, ka unu nene, ka unu tisie nkpu ike: makana anamalu ọlu n'ubọsi-unu, nke unu manekwe ọburaba na akọlu unu ya. 6 Makana, ne, anamebunita ndi Kaldea, mba afu di inu nwe obi ọku; nke nagafe uwa n'obodobo-ya *nine*, ka fa nwelu ebe obi nke naburọ nke fa. 7 *Mba* afu nwelu ibobo di azi egwu: ikpe-ya na nbuni-ya nesite n'aka onweya. 8 Anyinya-ya-ga azi nwekalili awọlọ n'ukwu ọsọ, dikalia ufu anyasi na nkọ; ndi-ya anyinya nebu nagbasa onwefa: eye, ndi-ya anyinya nebu si n'ọte-aka bia; fa nefe ka ugo nke nefe ngwa ili ife. 9 Fa nine bialu maka ife-ike; fa dosili iru-fa ike *dika* ifufe nke iru-anya-anwu; fa kpokọba ndi adọlu n'agha dika uzuzu. 10 Eye, yanwa nakpọ ndi-eze iyi, ndi-isi bulu ya ife amu: yanwa namu iga ọbuna amu; makana onekpokọba etum, wewelu ya. 11 Mgbe afu ifufe gefesa, ọgagafe, ikpe ama ya: *nya bu* onye ike-ya bu cuku-ya. 12 Nginwa adirọli sitena ebe-ebe, Ngi Jehofa Cuku nkem, Onye di Nsọ nkem? ayi amanwu. Ngi, Jehofa, akago ya ikpe ikpe; Ngi, Nkpuma, emego ka ọnọsie ike idọ nti. 13 Ngi onye anya-I di ọca kalia nke ifu ajọ ife, Nke napurọ inekwasi ife-ilu-aru anya, gini kpatalu Iji ene ndi naghọgbu nghọgbu anya, Idelu azi du mgbe onye ọjọ neno onye ka ya n'ezi omume; 14 Ineme madu ka fa di ka azù orimili nnu, dika ife nakpu-ga akpu, nke nenwerọ onye naci fa? 15 Ọwelu ukpo dọkpulu fa nine, ọnwude fa n'e-lili-ya, kpokọba fa n'agadabu-ya: nya ka oji nanuli negoli azi. 16 Nya ka oji acunyelu elili-ya aja, nesulelu agadabu-ya ife ísì usọ; makana siter

ife afu-ga ka okè-ya ji ma abuba, ife-olili-ya rie nne. 17 Nyabu na ọganerusisi elili-ya, ghalu irapu igbusisi mba ọkpu ka?

2 1 Agamakwulu na ncem, kwukwasi n'enu iga, nenepu anya ka mfu ife Ọgagwam, na ife mgaza n'iba-nbam. 2 Jehofa wezam, si, De ọfù afu, ka ya ọfuma n'ibe ife, ka onye nagu agu weguwaga ya. 3 Makana ọfù afu dilifu ọge akalu aka, ọneme ngwa ilu n'isi-njedebe, ọmasi asi: ọbulugodu na ọnọte aka, gelu ya; makana ọgabialili, ọmanọghaga oke. 4 Ne, nkpulu-obi-ya funili enu, ọkwurọ ọtọ nime ya: ma onye ezi omume gadi ndu na ncekwube-ya. 5 Eye, ọzọkwasi, makana manya-ya bu ife nghọgbu, ọbu onye npako, nke manano n'unọ; onye melu ka ọcicọ-ya buwanye dika Ṣeol, yanwa di azi ka ọnwu, afọ adeju ya, ma onekpokọba mba nine n'onweya, nacikọbalu onweya ndi nine *n'uwa*. 6 Gbọ, ndia nine amatulu ya inu, kua akuku nkwutọ medide ya, si, Afufu nadili onye neme ka ife naburọ nke ya bawanye! ọge one? onye ji ife mbe nebogbu onweya! 7 Fa amebini na ntumade bu ndi gata i alu, fa ameteta bu ndi garurube i, igabulu fa ife nkwali? 8 Ebe nginwa akwaligo imelime mba, ndi nine gbọfọlunu n'etiti ndi afu-ga gakwali i; maka ifi ọbala madu-ga, na ife-ike nke emelu ani, na obodo na ndi nine bi nime ya.

9 Afufu nadili onye litalu unọ-ya ajọ elele, ka owekugo akwu-ya n'enu, ka ewenaputa ya n'aka ajọ ife! 10 Itugolu unọ-i alo ifele, sitena ikpocapu imelime ndi, imego njọ medide nkpulu-obi-i. 11 Makana nkpuma gesi n'odido-ya kpọ nkpu, ufiege gesi n'osisi *di n'unọ* weza ya.

12 Afufu nadili onye ji ọbala alu obodo, nke

welu ajọ omume neme ka obodo kwusie ike!
13 Ne, ositarọfu n'aka Jehofa nke usu *ndi agha* na ndi *nine n'uwa* nadọlu ọku àkànyà, na mba neme ka ike gwụ fa na nkiti? 14 Makana ọmuma otuto Jehofa gejuputa uwa, dika mili si kpudo orimili nnu.

15 Afufu nadili onye nenye madu-ibe-ya ife ọlila, nke welu ọnuma-i tinye *nime ya*, me azi ya ka ọtua azi manya, ka iwekilie ọtọ-fa! 16 Afọ julu i n'ifele kama otuto: nginwa la azi, ka igbalu ọtọ: iko nke aka-nni Jehofa gerughali lue i aru, ajọ ifele *gadakwasi* otuto-i. 17 Makana ife-ike emelu Lebanon gekpucita i, na nbibi nke anumanu-ga nke yili fa egwu; maka ifi ọbala madu, na ifi ife-ike ani afu, na obodo na ndi nine bi nime ya.

18 Kedu elele ka alusi apili api naba, nke onye melu ya ji pi ya; *gini ka* alusi akpulu akpu, na onye nkuzi asi-ga, *balu*, onye nakpu ife-ya ji ecekwube ya, imebe alusi ogbi? 19 Afufu nadili onye si osisi, Teta; si nkpuma ogbi, Binie! Nka gakuzi nkuzi ka? Ne, eji ọna-edo na ọna-ọca werue ife afu, ume adirọ nime ya manca. 20 Ma Jehofa nọ n'unọ nsọ Ya: delu du n'iru Ya, ngi uwa nine.

3 1 Ekpelu Habakuk amuma n'enu Ṣigionot.

2 Jehofa, anugom akukọ-I, egwu wetubam:
Jehofa, tute ọlu-I n'etiti arọ-ga,
N'etiti arọ-ga me ka amalu ya;
N'ọnuma ceta ebele.
3 Cuku sili na Timan bia,
Onye di Nsọ site na ugwu Peran. [Si

Google

Ebube-Ya kpudolu ígwé-ga,
Uwa juputa n'otuto-Ya.
4 Ọmumu-*Ya* di ka ìfè;
Ọnwelu aziza *nke si* n'aka-Ya *awaputa dika nke anya-anwu:*
Ebe afu buli ebe izọbe ike-Ya.
5 N'iru Ya ka ajọ ọya naga,
Ọrututu si n'ukwu-Ya napu.
6 Ọkwulu, wesìe uwa;
Ọfulu, me ka mba-ga fepusia:
Akpasasia ugwu di-ga ọkpu,
Ngongo di-ga ebe-ebe runatalu;
Uzọ-Ya di-ga ebe-ebe.
7 Afulum ikwu Kuṣan *ka fa di* n'okpulu ife neloro elo:
Ákwà ngbodo-ga nke ani Midian malu aru nni.
8 Ife orimili-ga asọrọ Jehofa ka?
Iwe-I dikwasi orimili-ga,
Ka-ọbu ọnuma-I dikwasi orimili nnu,
Iji weligolu n'enu anyinya-I-ga,
N'enu ugbọ-ani nzọputa I-ga?
9 Atọpulu ife eji ke uta-I atọpu;
Iyi aṅulu ebo-ga bu okwu *kwesili ncekwube* [Sila.
Ijili orimili-ga wekewasi ani.
10 Ugwu fu-ga-lu I, aru maba fa nni;
Ebili mili nagafega:
Onu ogbu mili wera,
Ọcinita aka-ya enu.
11 Anya-anwu na ọnwa kwulu du n'ebe-obi-fa;
N'ìfè nke ufele-I-ga ka fa naga,
N'ọmumu nke ube-I negbupu egbupu.
12 Iji ọnuma wenazọfega ani afu,

Digitized by Google

Iji iwe wesuli mba-ga.
13 Ipulu ìfè izọputa ndi-I,
Izọputa onye nke I eruwusalu ude;
Imabepulu isi n'unọ onye ọjọ,
Gbaba ntọ-ani ọtọ welue n'onu. [Sila.
14 Iji ube aka ya-ga wemapu ndi-agha-ya isi:
Fa walu ka oke ifufe ka fa wecusam:
Ngoli-fa bu ka fa licapu onye ebudalu ebuda na nzuzo.
15 Ici anyinya-I wezọ orimili nnu ukwu,
Bu obo imelime mili-ga.

16 Anulum, afọm merubelu,
Egbugbele-ọnum narurube n'onu afu;
Ule banyelu n'ọkpukpum, mmaba aru nni n'ebe mkwu:
Ka mwezulu ike n'ubọsi nkpa,
Mgbe ọrọgotakwasili ndi afu iwakpo fa.
17 Ọbulugodu na osisi fig amara ifulu,
Nke nkpulu nadi na fain-ga;
Ọlu alulu n'ọlif ada n'ani,
Ani ugbo amamasi nni ọbuna;
Ekpocapu ìgwè atulu n'unọ atulu,
Ìgwè efi amadizi n'unọ efi:
18 Ma munwa gaṅuli na Jehofa,
Agamegoli na Cuku nke nzọputam.
19 Jehofa, Dinwenum, bu ikem,
Ọneme ukwum ka nke ene,
Ọgeme-azim ka mnejeghali n'ebe di enu nkem.

Ọdili onye Isi abù, n'enu ubọ-akwalam.

Digitized by Google

ZEFANAIA.

1 1 Okwu Jehofa nke biakutelu Zefanaia nwa
Kuṣi, nwa Gedalaia, nwa Amaraia, nwa
Hezekaia, n'ubọsi Josaia nwa Emon, eze Juda.
2 Agamekpocapusi ife nine di n'iru ani nca nca,
ka Jehofa kwulu. 3 Agamekpocapu madu na
anumanu; agamekpocapu anu-ufe nke ígwé, na
azù nke orimili nnu, na ife nakpata-ga isọ-ngọngọ
fa na ndi ọjọ; agamebepu azi madu n'iru ani, ka
Jehofa kwulu. 4 Agameseti azi akam tukwasi
Juda, na ndi nine bi na Jerusalem; agamebepu
n'ebe a ndi Beal gbọputalunu, *na* afa Kemarim ya
na ndi ncu-aja; 5 na ndi nesekpulu usu ife di-ga
n'enu-igwe n'enu unọ-ga; na ndi nesekpulu, ndi
nañulu Jehofa iyi welu eze-fa azi nañu; 6 na ndi
ricighalu azu n'isozi Jehofa; na ndi nacọrọli
Jehofa, nke fa naju ase Ya.
7 Delu du n'iru Dinwenu-ayi Jehofa: makana
ubọsi Jehofa atunyego n'ukwu: makana Jehofa
akwadebego àjà, Odogo ndi Ọkpọlu olili nsọ.
8 Ọgeme azi n'ubọsi àjà Jehofa, na agamenye ndi-
isi, na umu eze, na etu ndi nine neyi afe ani madu,
afufu. 9 N'ubọsi afu ka Mgenye ndi nine ma-
fegalu ngwe ọnu-uzọ afufu, ndi ji ife-ike na
aghughọ wemeju unọ dinwenu-fa. 10 N'ubọsi
afu ka onu nkpu gesi n'ọnu-uzọ-ilo azù wera, ákwá
gesi azi na Miṣne *wera*, nuku ndakpọ gesi na
ngongo-ga *wera*, ka Jehofa kwulu. 11 Cibanu
-wá, unu ndi bi na Maktes, makana ndi Kenan

nine agwusia: ebepugo ndi nine eji ọna-ọca ebogbu. 12 Ọgeme azi n'ọge afụ, na agameji ọku-ukpe wenyoca Jerusalem; agamenye azi ndi dolu edo *dika manya fain* afufu, ndi nasi n'obi-fa, Jehofa ameme ezi ife nke Ọneme ajọ ife. 13 Akù-fa gabulu ife nkwali, unọ-fa-ga gabu nkpọnkpọ unọ: eye, fa galu unọ, ma fa amebi nime fa; fa gegbu ugbo fain, ma fa amala manya di fa. 14 Nuku ubọsi Jehofa adigo nso, ọdigo nso neme azi ngwa agadaga, *ọbunadu* onu ubọsi Jehofa; dike nakpọ ajọ nkpu n'ebe afu. 15 Ubọsi afu bu ubọsi ọnuma, ubọsi nkpa na nkpagbu, ubọsi nmebi na nke itọgbọlu-nkiti, ubọsi ọcici na mgbaci, ubọsi ulukpu na oke ọcici, 16 ubọsi opi na nkpu agha, medide obodo egwurube-ga-lu iga, medide azi unọ nkuku di-ga enu. 17 Agameme ka nkpa kpaba madu, fa ganeje ka ndi kpulu ìsì, makana fa emego njọ medide Jehofa: agerufu ọbala-fa ka etum, rufue azi aru-fa ka nsi anumanu. 18 Ọna-ọca-fa ma-ọbu ọna-edo-fa amenwe ike inaputa fa n'ubọsi ọnuma Jehofa; ma ọku ekwolo-Ya galacapu ani nine: makana Ọgeme ka ndi nine bi n'ani gwusia, eye, *Ọgeme* ka fa gwusia, na ntumade.

2 1 Kpọkọbanu onweunu ọnu, eye, gbakọbanu ọnu, ngi mba nenwerọ ifele; 2 tupu ukpulu amuputa *nwa, tupu* ubọsi agafe dika igbogbo, tupu iwe di ọku nke Jehofa adakwasi unu, tupu ubọsi iwe Jehofa adakwasi unu. 3 Cọbanu Jehofa, unu ndi ume-ani nine di n'uwa, ndi lugolu ife Ọkpelu; cọbanu ezi omume, cọbanu ume-ani: ike na agezobe unu n'ubọsi iwe Jehofa. 4 Makana agagbabo Geza, Aṣkelon gabu nkpọnkpọ obodo: fa gacupu Aṣdod n'efifie nabọ, ageroputa azi Ekron.

5 Afufu nadili ndi bi n'ọba-n'ani orimili nnu, mba ndi-Keretait! Okwu Jehofa nemedide unu, ngi Kènan, ani ndi Filistia; agameme ka ina n'iyi nénwe onye obi. 6 Ọba-n'ani orimili nnu gabu ebe ita nni, na ọbele unọ-ga nke ndi nazu atulu na unọ ìgwè atulu. 7 Ọba-n'ani afu gadili ndi gbọputalu n'unọ Juda; fa gazu *ìgwè atulu fa* n'ebe afu: n'unọ Aṣkelon-ga ka fa gedina ani n'anyasi; makana Jehofa Cuku-fa geneta fa, me ka ndi-fa adọlu n'agha cigha. 8 Anugom nkpali Moab, na ikpọ-iyi umu Amon, nke fa ji kpali ndi nkem, me onwefa núku medide okè-ani-fa. 9 Nyabuna etu Munwa difu ndu, ka Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku nke Israel, kwulu, Ezie Moab gadi ka Sọdom, umu Amon gadi ka Gọmora, bulu ebe agbala nwe, na ónùnù-nnu-ga, na nkpọnkpọ ani ebe-ebe: ndi nkem gbọputalunu gakwali fa, mbam fọdulunu gekelu fa n'ùkwù. 10 Nka ka fa genwe maka ifi ngala-fa, makana fa akpaligọ me onwefa nuku medide ndi Jehofa nke usu *ndi agha*. 11 Jehofa gadi egwu n'ebe fa nọ: makana Ọgeme ka cuku nine nke uwa tasia aru; madu nine gesi, ebe onye anọua osi n'ọnọdu-ya wesekpuelu Ya, *ọburaba* ọba-n'ani orimili nnu nine nke mba-ga. 12 Ununwa ndi Itiopia azi, ageji nmam wegbu unu. 13 Ọgesetipu aka-Ya medide Ugwu, me ka Asiria na n'iyi; me azi ka Ninefe bulu nkpọnkpọ obodo, kpọ azi nku ka ọfia kwu nkiti. 14 Ìgwè efi gedina ani n'etiti ya, ãnu nine nke mba-ga: ka pelikan ka ebinta ganwu ula n'isi ide-ya-ga: onu-*fa* ganekwe ukwe na windo-ga; ngwe ọnu-uzọ gakpọ nku: makana Ọgbabalu ebe eji sida lu ọtọ. 15 Nka bu obodo ngoli nke bi n'aru-ofufo, nekwu-ìi n'obi-ya, si, Munwa di, ọdirọ onye ọzọ belu sọm:

nekene ka osi bulu nkpọnkpọ ebe, ebe anu nedina ani! onye ọbuna nke gakọ ya agakọ gama ọsọ, ferube aka.

3 1 Afufu nadili obodo nanupu isi nke lulu alu, obodo nemegbu nmegbu! 2 Ọnuro onu; ọnaluro idọ-nti; ocekwuberọ Jehofa; ọkpudeberọ Cuku-ya nso. 3 Ndi-isi-ya nọ n'etiti ya bu ufu nke anya-si; fa nadata ọkpukpu ka ci ya folu. 4 Ndi-amuma-ya bu madu di-ga nfe naghọ aghughọ: ndi-ncu-aja-ya emetọgo ebe nsọ, fa emego iwu ife-ike. 5 Jehofa nọ n'etiti ya bu onye ezi omume; Ọmeme ajọ omume; kwa ututu ka Ọneweta ikpe-Ya n'ìfè, Ọdaghanata; ma onye ajọ omume amaro ifele. 6 Ebepugom mba-ga, unọ nkuku fa bu-ga nkpọnkpọ; emegom ilo-fa *nine* ka fa tọgbọlu nkiti, ọnwerọzi onye nagafega fa: emebisigo obodo-fa-ga, madu anọrọzi fa, nke ọnenwezi onye bi fa. 7 Ekwulum, Ezie igatulum egwu, iganalu idọ-nti; ka eweghalu ibepu ebe-obi-ya, *etu* ife nine Mkalu maka ya *si di:* ma fa binili n'uzọ ututu mebisie ife nine fa lulu. 8 Nyabu negenum, ka Jehofa kwulu, genye n'ubọsi Mgebini kwalia ife: makana ikpem bu ikpokọba mba-ga, ka Mwekpọkọba ani-eze-ga, iruwusa fa ọnumam, *ọburaba* iwem nine di ọku; makana uwa nine ka ọku ekwolom galacapu. 9 Makana mgbe afu ka Mgerughalili ndi *nine n'uwa* egbugbele-ọnu-*fa ka ọdi ọca*, ka fa nine wekpọkube afa Jehofa, tinyekọ uku-ubu-fa ọnu wefebe Ya. 10 Sitena ufesi orimili Itiopia-ga ndi nesekpulum, *lú* ada ndi nkem acusalu acusa, gebutalum utu. 11 N'ubọsi afu ifele omume-i nine ameme i, nke iji wejefie medidem: makana mgbe afu ka Mgeweru'

n'etiti i ndi nke ji ngala-i egoli, imebuninwozi onwei ọzọ n'ugwum di nsọ. 12 Ma agamarapu n'etiti i ndi ebudalu ebuda na ndi nenwerọ ike, fa gagbaba n'afa Jehofa. 13 Ndi Israel gbọputalunu amemezi ajọ omume, nke fa nekwu okwu asi; nke anafunwozi ile nlafu n'ọnu-fa: makana fanwa gazu onwefa dina ani, ọnwerọ onye ọbuna geyi fa egwu. 14 Buba abù, ngi ada Zaion; kpọba nkpu, ngi Israel; welu obi nine nañuli negoli, ngi ada Jerusalem. 15 Jehofa ewepugo ikpe-i-ga, Ọcucighago onye-ilo-i: eze Israel, *bú* Jehofa, nọ n'etiti i: imatunatalu ajọ ife egwu ọzọ. 16 N'ubọsi afu agasi Jerusalem, Atukwana egwu: ngi Zaion, ekwekwana ka aka kusisia i, 17 Jehofa Cuku-i nọ n'etiti i, *bú* Dike nke gazọputa: Ogèji añuli wegolie n'aru i, Ọgedelu du n'ifun'anya-Ya, Ogeji abù ngoli wegolie n'aru i. 18 Agamakpọkọba ndi esi na nzukọ wete aka, bu ndi-i: ngi onye bugolu ibu nkpali. 19 Ne, n'ọge afu ka Mgemeso ndi nine budalu i: agamazọputa azi nke nalu ukwu, kpọkọba nke acupulu acupu; agameme fa ka fa bulu otuto na afa, ndi ifele-fa zulu n'uwa nine. 20 N'ọge afu agameme ka unu bia, n'ọge afu azi agamakpọkọba unu: makana agameme ka unu bulu afa na otuto n'etiti ndi nine n'uwa, mgbe Mgeme ka ndi-unu adọlu n'agha cigha ọzọ n'anya-unu, ka Jehofa kwulu.

Digitized by Google

HAGAI.

1 1 N'arọ nke-ibọa nke eze Daraiọs, n'ọnwa nke-isi, n'ubọsi izizi n'ọnwa, okwu Jehofa si n'aka amuma Hagai biakute Zerọbabel nwa Ṣealtiel, onye-isi Juda, na Joṣua nwa Jehozadak, isi ncu-aja, si, 2 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, si, Ndi nka nasi, Ọburọ ọge *ayi* geji bia, ọge ageji lu unọ Jehofa. 3 Okwu Jehofa wesi n'aka Hagai amuma bia, si, 4 Ọbu ọge ununwa geji bi n'unọ-unu amalu osisi, ebe unọ a tọgbọlu nkiti ka? 5 Nyabu nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Cighanu obi n'uzọ-unu-ga. 6 Unu akugo imelime, kpobata nwantinti; unu lie, ma afọ ejurọ unu; unu la, ma unu alajurọ afọ; unu yili afe, ma ọnwerọ onye aru kpolu ọku; onye naluta ife ugwọ naluta ife ugwọ *itinye* n'akpa npulu. 7 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Cighanu obi n'uzọ-unu-ga. 8 Rọgonu n'enu ugwu, butanu osisi, luanu unọ a; na ọgasọm usọ, ọgenyem otuto, ka Jehofa kwulu. 9 Unu tulu anya imelime, ne, ọdi nwantinti; ka unu bunatazili ya unọ, Mfusasia ya. Maka gini? ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. Maka ifi unọm nke tọgbọlu nkiti, ebe ununwa nagbaku ebe onye anọna ọgbaku n'unọ-ya. 10 Nyabu maka ifi unu ka eji me ka enu-igwe kwusi igiligi, ani kwusi nkpulu-ya. 11 Mwekpọ ọge ikpọ-nku ka ọdakwasi ani a, na ugwu-ga, na ọka, na manya, na manu, na nke ani namasi, na madu, na ife-enunu, na ife nine madu ji aka adọta n'àkànyà.

12 Zerọbabel nwa Ṣealtiel, na Joṣua nwa Jeho

zadak isi ncu-aja, na ndi *Israel* nine gbọputalunu, wenu onu Jehofa Cuku-fa, na okwu Hagai amuma, dika Jehofa Cuku-fa si zi ya; ndi afu wetuba egwu n'iru Jehofa. 13 Hagai onye ozi Jehofa wegwa ndi afu okwu n'ozi Jehofa, si, Munwa nọnyelu unu, ka Jehofa kwulu. 14 Jehofa wekpanie mọ Zerọbabel nwa Ṣealtiel, onye-isi Juda, na mọ Joṣua nwa Jehozadak, isi ncu-aja, na mọ ndi *Israel* nine gbọputalunu; fa webia welua ọlu n'unọ Jehofa nke usu *ndi agha*, Cuku-fa, 15 n'ubọsi nke-oru-na-inọ n'ọnwa, n'*ọnwa* nke-isi, n'arọ nke-ibọa nke eze Daraiọs.

2 1 N'*ọnwa* nke-isa, n'*ubọsi* nke-oru-na-ofu n'ọnwa, okwu Jehofa wesi n'aka amuma Hagai bia, si, 2 Biko gwa Zerọbabel nwa Ṣealtiel, onye-isi Juda, na Joṣua nwa Jehozadak, isi ncu-aja, na ndi *Israel* gbọputalunu, si, 3 Onye gbọputalu nime unu nke fulu unọ a n'otuto-ya gbo? kezi ka osi di ununwa n'anya kita? ọdirọfu ka ife nkiti n'anya-unu? 4 Ma kita di ike, ngi Zerobabel, ka Jehofa kwulu; di ike, ngi Joṣua, nwa Jehozadak, isi ncu-aja; dinu ike, unu ndi ani a nine, ka Jehofa kwulu, ka unu luba ọlu: makana Munwa nọnyelu unu, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, 5 *etu* okwu Mu na ûnu melu àgbà *si di* ka unu si n'ani Ijipt puta, mọm azi dinyelu unu: unu atuna egwu. 6 Makana nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Ofu njekwu, ọfọdulu nwantinti ọge, Munwa gamarube enu-igwe-ga, na uwa, na orimili nnu, na ani ọkpọ-nku; 7 agamamarube azi mba nine, ife usọ-ga nke mba nine gabia, agamemeju unọ a n'otuto, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 8 Ọna-ọca bu nkem, ọna-edo bu azi nkem, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 9 Otuto ikpe-

azu nke unọ a gakali nke-izizi *ya*, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: n'ebe a ka Mgenye azi ndokwa, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu.

10 N'*ubọsi* nke-oru-na-inọ n'*ọnwa* nke-itenani, n'arọ nke-ibọa nke Daraiọs, okwu Jehofa wesi n'aka amuma Hagai bia, si, 11 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, si: Biko jua ndi ncu-aja maka iwu, si, 12 Ọbuluna madu ebulu anu di nsọ n'ákwà-ya, welu ákwà-ya metu acica, ma-ọbu awai, ma-ọbu manya, ma-ọbu manu, ma-ọbu ife olili ọbuna, ọgadi nsọ ka? Ndi ncu-aja weza si, Mba. 13 Hagai wesi, Ọbuluna onye ozu melu ka ọlua alua emetu ofu n'ife ndia aka, ife afu galuru ka? Ndi ncu-aja weza, si, Ọgaluru. 14 Hagai weza, si, Ọbu nọfu ka ndi nka si di, nọfu azi ka mba nka si di n'irum, ka Jehofa kwulu; nọfu azi ka ọlu aka-fa nine si di; ife fa nece azi n'irum n'ebe afu lulu alu. 15 Kita, ayọm unu, cighanu obi sitena tata wecigha azu, tupu edokwasi nkpuma n'enu nkpuma n'unọ nsọ Jehofa: 16 ogudu ubọsi afu-ga, mgbe madu bialu n'obo ife di oru, fa abulu sọ ili; mgbe madu bialu n'ebe manya nerunye igbalu ọgu ite nabọ na ili, ọbulu sọ oru. 17 Ejim ncica na ima-ebu na aku mili igwe wetie unu ife n'ọlu aka-unu nine; ma unu ecighakute-nurọm, ka Jehofa kwulu, 18 Biko, cighanu obi, site tata wecigha azu, sitena ubọsi nke-oru-na-inọ nke *ọnwa* nke-itenani, sitena ubọsi eji tọ ntọ-ani unọ nsọ Jehofa, cighanu obi. 19 Nkpulu difu n'anuru ka? eye, fain, na osisi fig, na pomegranet, na osisi ọlif amirọ nkpulu; site tata ka Mganagọzi.

20 Okwu Jehofa webiakute Hagai nke ugbolo nabọ n'*ubọsi* nke-oru-na-inọ n'ọnwa, si, 21 Gwa Zerọbabel, onye-isi Juda, si, Munwa gamarube

enu-igwe na uwa: 22 agamakwatu ukpo ani-eze-ga, agamemebi azi ike ani-eze-ga nke mba-ga; agamakwatu ugbọ-ani-ga, na ndi nalikwasi fa; anyinya na ndi fa nebu gada, ebe onye anọna na nmà nke nwa-nne-ya. 23 N'ubọsi afu, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, ka Mgewelu i, ngi Zerọ-babel, odibom, nwa Ṣealtiel, ka Jehofa kwulu, me i dika ife iri ama: makana arọtagom i, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu.

ZEKARAIA.

1 1 N'ọnwa nke-isatọ, n'arọ nke-ibọa nke Dara-iọs, okwu Jehofa webiakute Zekaraia nwa Berekaia, nwa Ido, amuma, si, 2 Nna-unu-fà kpasululi Jehofa ajọ iwe. 3 Nyabu si fa, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Cighakute-num, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, na agamecighakute unu, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 4 Adikwananu ka nna-unu-fà, ndi ndi-amuma gbo kpọkulu, si, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, Biko sinu n'ajọ uzọ-unu-ga, na ajọ omume-unu-ga, cigha: ma fa anurọ, nke fa nañam nti, ka Jehofa kwulu. 5 Nna-unu-fà, kedu ebe fanwa nọ? na ndi-amuma, fa dididelu ndu ebe-ebe ka? 6 Ma okwum na ukpulum, nke Mti-ga-lu ndi-odibom bu ndi-amuma n'iwu, fa ekwudorọ nna-unu-fà ka? fa wecigha, si, Etu

Jehofa nke usu *ndi agha* zubelu ime ayi, ka uzọ-ayi si di-ga, na ka omume-ayi si di-ga, nọfu ka Osi meso ayi.

7 N'ubọsi nke-oru-na-inọ n' ọnwa nke-ili-na-ofu, nke bu ọnwa Ṣibat, n'arọ nke-ibọa nke Daraios, okwu Jehofa biakutelu Zekaraia nwa Berekaia, nwa Ido, amuma, si, 8 Afulum n'ucici, ne ofu nwoke anyinya nme-nme bu, onye afu nakwuli n'etiti osisi matel nke di-ga na mgbulugudu; n'azu ya ka anyinya kwu-ga, *nke di-ga* nme-nme, na akpa-ife-ọca, na ọca ọca. 9 Mwesi, Ngi dinwenum, gini di-ga nwọ? Mọ-ozi nagwam okwu wesim, Munwa gegosi i ife ndia bu. 10 Nwoke kwu n'etiti osisi matel-ga weza, si, Ndia bu ndi Jehofa zitalu ka fa nejeghali n'uwa. 11 Fa weza mọ-ozi Jehofa nke kwu n'etiti osisi matel-ga, si, Ayi ejeghaligo iru na azu n'uwa, ne, uwa nine nọdulu du, nọdu nwa-bu. 12 Mọ-ozi Jehofa weza, si, Ngi Jehofa nke usu *ndi agha*, kedu ka ọgeteta aka be Nginwa ganọ ghalu imelu Jerusalem na obodo di-ga na Juda ebele, ndi Ikowusaluli ọnuma ọgu arọ itọ na ili a? 13 Jehofa welu ezigbo okwu-ga, *bú* okwu ntasi-obi, weza mọ-ozi nagwam okwu. 14 Mọ-ozi nagwam okwu wesim, Kpọ nkpu, si, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Anamekwo agadaga ekwolo maka Jerusalem na Zaion. 15 Mba nọ-ga n'aru-ofufo akpasugo Munwa ajọ iwe: makana Munwa weluli sọ nwantinti iwe, fanwa wenye aka n'ajọ ife. 16 Nya ka Jehofa ji kwue nọnwọ, si; Ejim ebele wecighata na Jerusalem: agalu unọm nime ya, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, agesetiwanye azi udọ na Jerusalem. 17 Kpọkwasi ọzọ, si, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Ezi ife

gejuputakwu obodom-ga; Jehofa gakasikwu Zaion obi, rọlukwue Jerusalem.

18 Mwewenie anyam, fu, ne mpi inọ. 19 Mwesi mọ-ozi nagwam okwu, Kedu ife ndia bu? Ọwesim, Ndia bu mpi cusaluli Juda, na Israel, na Jerusalem. 20 Jehofa weme ka mfu ndi ụkà inọ. 21 Mwesi, Gini ka ndia bialu imenu? ọwekwue, si, Ndia bu mpi nke cusaluli Juda, ọnwerọzi onye bunitalu isi-ya: ma ndia bialu imanye fa, ka fa kwatue mpi mba-ga, nke bunitalu mpi-fa imedide ani Juda icusa ya.

2 1 Mwewenie anyam, fu, ne ofu nwoke ji udọ eji esì ife n'aka-ya. 2 Mwesi, Ebe ka nginwa jekọ? Ọwesim, Isì Jerusalem, ifu ka obodobo-ya ra, na ka ogonogo-ya ra. 3 Ne, mọ-ozi nagwam okwu pua, mọ-ozi ọzọ pua izuta ya, 4 si ya, Gbaba ọsọ, gwa nwata-okolọbia nunwa, si, Agebi na Jerusalem dika ọgbe nenwerọ, aja-odido, maka ifi ọtutu madu na anumanu di-ga ya. 5 Makana Munwa, ka Jehofa kwulu, gabulu ya aja-odido nke ọku okilikili, agamabu azi otuto n'etiti ya. 6 Biali, biali, si n'ani Ugwu gbapu, ka Jehofa kwulu: makana agbasagom unu dika ikuku inọ nke ígwé, ka Jehofa kwulu. 7 Biali Zaion, gbapu, ngi onye binyelu ada Babilon. 8 Makana nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Otuto gafe, Owezigam ijeku mba-ga ndi kwalili unu: Makana onye nemetu unu aka metulu nwa-ntanta anya-Ya aka. 9 Makana, ne, agamefe akam n'ebe fa nọ, fa gabulu ndi felu fa ife nkwali: unu gama azi na Jehofa nke usu *ndi agha* ezitagom. 10 Buba abù ngoli ńuliba azi, ngi ada Zaion: makana, ne, abiam, agamebi n'etiti i, ka Jehofa kwulu. 11 Imelime mba gadinyelu Jehofa mbọsi afu, bulu

Digitized by Google

ndi nkem: agamebi n'etiti i, igama azi na Jehofa nke usu *ndi agha* zitalum i. 12 Jehofa geketa Juda n'ùkwù ka ọbulu okè-Ya n'ani nsọ, Ọgarọlukwu Jerusalem. 13 Delunu du, unu madu nine n'iru Jehofa: makana Osigo n'ebe-obi-Ya di nsọ teta.

3 1 Ọweme ka mfu Joṣua isi ncu-aja kwu n'iru mọ-ozi Jehofa, Setan kwulu n'aka-nni-ya imedide ya. 2 Jehofa wesi Setan, Ka Jehofa balu i nba, ngi Setan; eye, Jehofa Nke rọtagolu Jerusalem balu i nba: nka aburọfu ọnọkọ anọputalu n'ọku? 3 Joṣua neyi afe lusili inyi, ọkwulu n'iru mọ-ozi. 4 Ọweza gwa ndi kwu n'iru ya, si, Yipunu ya afe lusili inyi. Ọwesi ya, Ne, emegom ka ajọ omume-i si n'aru i pua, agameyibe i afe olili. 5 Mwesi, Ka fa kpube ya okpu malu nma n'isi. Fa wekpube ya okpu malu nma n'isi, yibe ya afe-ga; mọ-ozi Jehofa kwulu n'usọ. 6 Mọ-ozi Jehofa wegbalu Joṣua ama, si, 7 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Ọbuluna igakpaghali n'uzọm, ọbulu azi na igedebe ife Mtinyelu n'aka-i idebenu, nginwa azi gaci unọm, debe azi ogigemga, agamenye azi i ebe nkpaghali n'etiti ndi kwu n'usọ. 8 Biko nulu, ngi Joṣua isi ncu-aja, nginwa na ibe-i ndi nọ n'iru i; makana fanwa bu ndi anetili nkpu: makana, ne, agameme ka odibom bia bu Osisi pulu epu. 9 Makana ne, nkpuma Mtọgbọga-lu n'iru Joṣua; anya isa di n'enu ofu nkpuma: ne, agamatu akika di ya, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, agameweruka ajọ omume ani afu n'ofu mbọsi. 10 N'ubọsi afu, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, unu nine ebe onye anọna ọgakpọ madu-ibe-ya n'okpulu fain na okpulu osisi fig azi.

Digitized by Google

4 1 Mọ-ozi nagwam okwu wecigha ọzọ, kpọtem, ka onye esi n'ula-ya kpọte. 2 Ọwesim, Gini ka nginwa nafu? Mwesi, Afugom, ne, ife idọnye ukpe nke busi ọna-edo nca, ya na ọkwa-ya n'enu-ya, na ukpe isa ya n'enu ya: ukpe nine n'ofu n'ofu, nke di n'isi-ya, nwelu ife isa esi agbanye manu: 3 osisi ọlif nabọ na nso ya, ofu n'akuku aka-nni ọkwa, nke ọzọ n'akuku aka-ekpe-ya. 4 Mweza gwa mọ-ozi nagwam okwu, si, Gini di-ga nwọ, dinwenum? 5 Mọ-ozi nagwam okwu weza, sim, Imarọ ife ndia bu ka? Mwesi, Mba, dinwenum. 6 Ọweza gwam, si, Nka bu okwu Jehofa gwalu Zerọbabel, si, Ọburọ sitena ike, nke ọnabu sitena ume, ma ọbu sitena mọm, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 7 Onye ka nginwa bu, ngi nuku ugwu? n'iru Zerọbabel *igabu* ani ntela: ọgeweputa isi nkpuma nakpọ Amala, amala, dili ya. 8 Okwu Jehofa webiakutem, si, 9 Aka Zerọbabel tọlu ntọ-ani unọ a; aka-ya galusi azi ya; igama azi na Jehofa nke usu *ndi agha* zilim jeku i. 10 Makana onye nenili ubọsi umu ọbele ife? Makana fa gaṅuli, fu azi nkpuma eji esi unọ n'aka Zerọbabel, bu isa nunwa, *ndi bu* anya Jehofa; fa nagba iru na azu n'uwa nine. 11 Mweza, si ya, Gini bu osisi ọlif nabọ nunwa n'aka-nni ife idọnye ukpe ya na aka-ekpe-ya? 12 Mzakwasi nke ugbolo nabọ, si ya, Gini bu-ga ngadaba osisi ọlif nabọ nunwa, nke di-ga n'akuku ife ọna-edo nabọ isi gbanye manu, nke nerucapu *manu* ọna-edo nime fa? 13 Ọwegwam, si, Imarọ ife ndia bu ka? Mwesi, Mba, dinwenum. 14 Ọwesi, Ndia bu umu nabọ nke manu, ndi nakwu nyelu Dinwenu uwa nine.

Digitized by Google

5 1 Mwewenie anyam ọzọ, fu, ne, akwukwọ nfukọba nefe efe. 2 Ọwesim, Gini ka nginwa nafu? Mwesi, Munwa nafu akwukwọ nfukọba nefe efe; ogonogo-ya di oru kubit, obodobo-ya kubit ili. 3 Ọwesim, Nka bu nkọca nke napu-ga n'iru ani a nine: Makana agacacapu onye ori ọbuna n'ebe a dika osi di; agacacapu azi onye ọbuna nañu iyi n'ebe a dika osi di. 4 Agameme ka ọpua, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, ọgaba n'unọ onye ori, na unọ onye nañu iyi asi n'afam: ọganwu ula n'etiti unọ-ya, kpocapu ya na osisi di ya na nkpuma di-ga ya.

5 Mọ-ozi nagwam okwu wepua, sim, Biko wenie anya-i, ka ifu ife nka bu nke pukọ apukọ. 6 Mwesi, Nka bu gini? Ọwesi, Nka bu efa nke napu apu. Ọwesi azi, Nka bu oyiyi-fa n'ani nine: 7 (ne, ebunitalu ofu talent nke ọze:) nka bu nwayi nọ n'etiti efa. 8 Ọwesi, Nka bu Ife ọjọ; ọwetura ya n'etiti efa: ọwewelu nkpuma ọze tukwasi n'ọnu efa afu. 9 Mwewenie anyam, fu, ne, umu nwayi nabọ puta, ifufe di na nku-fa; fa nwelu nku dika nku stọk: fa webunita efa n'etiti ani na igwe. 10 Mwesi mọ-ozi nagwam okwu, Ebe ka ndia bugakọ efa? 11 Ọwesim, Ilulu ya unọ n'ani Ṣaina: mgbe akwadebelu ya, agedebe ya n'ebe afu n'ọnọdu-ya.

6 1 Mwewenie anyam ọzọ, fu, ne, ugbọ-ani inọ si n'etiti ugwu nabọ puta; ugwu afu bu-ga ugwu ọna-ọku. 2 Anyinya nme-nme di-ga n'ugbọ-ani izizi; anyinya ọji-ga n'ugbọ-ani nke-iboa; 3 anyinya ọca-ga n'ugbọ-ani nke-itọ; anyinya akpa-ife-ọca di-ga ike n'ugbọ-ani nke-inọ. 4 Mweza mọ-ozi nagwam okwu, si, Gini di-ga nwọ, dinwenum? 5 Mọ-ozi weza, sim, Ndia bu ifufe inọ

Digitized by Google

nke igwe, ndi si n'ikwu n'iru Dinwenu uwa nine puta. 6 *Ugbọ-ani* nke anyinya oji di-ga napusi n'ani Ugwu; nke ọca napu so ga; nke akpa-ife-ọca di-ga ike napusi n'ani adagbe. 7 Anyinya di-ga ike wepua cọba ka fa je gakpaghalia iru·na azu n'uwa: ọwesi, Jebenu, gakpaghalia iru na azu n'uwa. Fa wenakpaghali iru na azu n'uwa. 8 Ọwekpọm okù, wegwam okwu si, Ne, ndi napusi n'ani Ugwu emego mọm di n'ani Ugwu zulu ike.

9 Okwu Jehofa webiakutem, si, 10 Nalu ife n'aka ndi adọlu n'agha, n'aka Heldai, na Tobaija, na Jedaia; nginwa bia azi n'ofu mbọsi afu, ba n'unọ Josaia nwa Zefanaia, ebe fa si na Babilon bia; 11 eye, nalu *fa* ọna-ọca na ọna-edo, kpua okpu eze-ga, kpube n'isi Jọsua nwa Jehozadak, isi ncu-aja; 12 gwa ya, si, Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, si, Ne, nwoke afa-ya bu Osisi pulu epu; ogesi n'ọnọdu-ya wepue, ọgalu unọ nsọ Jehofa: 13 ọbunadu yanwa galu unọ nsọ Jehofa; yanwa gebu otuto afu, nọdu naci n'ukpo-ya; ọgabu onye ncu-aja n'ukpo-ya: alo ndokwa gadi n'etiti fa nabọ. 14 Okpu eze gadili Helem, na Tobaija, na Jedaia, na Hen nwa Zefanaia, maka nceta n'unọ nsọ Jehofa. 15 Ndi bitelu aka gabia lua n'unọ nsọ Jehofa, unu gama azi na Jehofa nke usu *ndi agha* zilim jeku unu. *Nka* geme azi, ma ọbuluna unu ganukpo onu Jehofa Cuku-unu.

7 1 Oluzia n'arọ nke-inọ nke eze Daraiọs, okwu Jehofa webiakute Zekaraia *n'ubọsi* nke-inọ nke ọnwa nke-itenani, *bú* Kislef. 2 Betel ezigagoli Sariza na Regem-melek, na ndi-fa, iyọ iru-ọma Jehofa, 3 *na* igwa ndi ncu-aja nke unọ Jehofa nke usu *ndi agha*, na ndi-amuma, okwu, si, Agamakwa ákwá n'ọnwa nke-ise, nekewaputa onwem, etu msi me

Digitized by Google

imelime arọ ndia? 4 Okwu Jehofa nke usu *ndi agha* webiakutem, si, 5 Gwa ndi ani a nine, na ndi ncu-aja, si, Mgbe unu ji bu ọnu rue uru *n'ọnwa* nke-ise na nke-isa, bu ọgu arọ itọ na ili a, unu bulumli ọnu nca, *bú* ibulu Munwa ka? 6 Mgbe unu ji li, na mgbe unu ji la, unu elirọlu ọnweunu lalu onweunu ka? 7 Ndia aburọ okwu Jehofa kwululi n'aka ndi-amuma gbo, ka madu bili na Jerusalem ọnọdu n'aru-ofufo, ebili azi n'obodo-ya nke dirube-ga-lu ya okilikili, na Adagbe na ani ntela?

8 Okwu Jehofa wèbiakuté Zekaraia, si, 9 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, si, Kpenu ikpe n'ezi-okwu, ebe onye anọna ka ọmelu nwanne-ya afọ-ọma na ebele: 10 emegbunanu ajadu, na onye nenwerọ nna, na ọbia, na onye ebudalu ebuda; ka onye ọbuna nime unu ghalu izulu nwa-nne-ya ajọ ife n'obi-ya. 11 Ma fa julu iṅa nti, seputa uku-ubu, me ka nti-fa di-ga alo, ka fa ghalu inunu. 12 Eye, fa melu obi-fa ka nkpuma adamant, maka fa anu iwu, na okwu Jehofa nke usu *ndi agha* zita-ga-lu sitena mọ-Ya n'aka ndi-amuma gbo: nuku ọnuma wesi n'aka Jehofa nke usu *ndi agha* bia. 13 Oluzia, ka Osi kpọ, ma fa anurọ; nọfu ka fa gesi kpọ, ma Mmanu, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu; 14 ma agameji oke ifufe fesa fa n'etiti mba nine ndi fa namanurọ. Ani weme nkpọnkpọ n'azu fa, ọnwerọzi onye naga ya ma-ọbu cigha: makana fa melu ani usọ ka ọbulu nkpọnkpọ ani.

8 1 Okwu Jehofa nke usu *ndi agha* webia, si, 2 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Ejim nuku ekwolo ekwolu Zaion, ejim nuku obi ọku ekwolu ya ekwolo. 3 Nọnwọ ka Jehofa

Digitized by Google

kwulu: Ecighakutegom Zaion, agamebi n'etiti Jerusalem: agakpọ Jerusalem Obodo ezi-okwu; na Ugwu Jehofa nke usu *ndi agha* Ugwu nsọ. 4 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Agadi ndikom na agadi umu-nwayi ganọdukwu n'ilo di-ga na Jerusalem ọzọ, ebe onye anọna ya na ọkpọsi-ya n'aka-ya maka ifi itọ ajọ ọtutọ. 5 Ilo di-ga n'obodo gejuputa n'umu-aka ndikom na umu-aka umu-nwayi negwú egwú n'ilo di-ga ya. 6 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi-agha* kwulu: Ọbulu ife iti-nkpu n'anya ndi nka gbọputalunu n'ubọsi afu-ga, ọgabu azi ife iti-nkpu n'anyam ka? ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 7 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Ne, agamazọputa ndi nkem n'aka ani iru-anya-anwu, na aka ani ọdida-anya-anwu: 8 agameme azi ka fa bia, fa gebi n'etiti Jerusalem; fa gabu ndi nkem, Munwa gabu Cuku-fa, n'ezi-okwu na ezi omume. 9 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Ka aka-unu di ike, unu ndi nanu okwu ndia n'ọnu ndi-amuma n'ubọsi ndia, ndi nọli n'ubọsi atọlu ntọ-ani unọ Jehofa nke usu *ndi agha*, bú unọ nsọ, ka ewelua ya. 10 Makana tupu ubọsi afu-ga ugwọ adirọlu madu, nke ugwọ nadili anumanu; nke ndokwa nadili onye pulu apu ma-ọbu onye batalu abata maka ifi onye nmanye: makana ezilim madu nine ebe onye anọna imedide madu-ibe-ya. 11 Ma kita Munwa amadili ndi nka gbọputalunu dika n'ubọsi gbo, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 12 Makana nkpulu ndokwa *gadi;* fain gami nkpulu-ya, ani gamasi nmasi-ya, ígwé genye-ga igiligi-fa; agameme ka ndi nka gbọputalunu lita ife nine ndia n'ùkwù. 13 Ọgeme azi na, etu unu si bulu ife ikpọ-iyi n'etiti mba-ga, unu unọ Juda

Digitized by Google

na unọ Israel, nọfu ka Mgesi zọputa unu, unu gabulu ngọzi: atunanu egwu, ka aka-unu di ike. 14 Makana nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Etu Msi zubeli ime unu ajọ ife, mgbe nna-unu-fà ji kpasum iwe, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, ma elogharọm; 15 nọfu azi ka Msi zube ọzọ n'ubọsi ndia ime Jerusalem na unọ Juda ezi ife: unu atuna egwu. 16 Ndia ḅu ife unu geme; Ebe onye anọna ya nagwa madu-ibe-ya ezi-okwu; nekpenu ikpe ezi-okwu na ndokwa n'ọnu-uzọ-ilo-unu-ga: 17 ka onye ọbuna nime unu ghalu izulu madu-ibe-ya ajọ ife n'obi-ya; afunanu iñu-iyi asi n'anya: makana ife nine ndia bu ife Mkpọlu asì, ka Jehofa kwulu.

18 Okwu Jehofa nke usu *ndi agha* webiakutem, si, 19 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: Ibu-ọnu nke *ọnwa* nke-inọ, na ibu-ọnu nke *ọnwa* nke-ise, na ibu-ọnu nke *ọnwa* nke-isa, na ibu-ọnu nke *ọnwa* nke-ili, gabulu unọ Juda ife ngoli na añuli, na ezigbo nzukọ; nyabu fu ezi-okwu na ndokwa n'anya. 20 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: *Ọgemekwu* ọzọ, na ndi *ọzọ-ga,* na ndi bi n'imelime obodo, gabia: 21 ndi bi n'ofu *obodo* geje n'ọzọ, nasi, Ka ayi jesinu ike iyọ iru-ọma Jehofa, na icọ Jehofa nke usu *ndi agha:* munwa geje azi. 22 Eye, imelime ndi *di n'ice n'ice* na mba di-ga ike gabia icọ Jehofa nke usu *ndi agha* na Jerusalem, na iyọ iru-ọma Jehofa. 23 Nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: N'ubọsi afu-ga *ọgeme,* na madu ili gesi n'asusu nine nke mba-ga jide, ọbunadu ijide ákwà onye-Ju, nasi, Ayi geso unu je, makana ayi anugo na Jehofa nọnyelu unu.

Digitized by Google

9 1 Ibu *bú* okwu Jehofa ebolu ani Hedrak, Damaskọs *gabu* azi ebe izulu-ike-ya: makana Jehofa nwelu anya dikwasi n'aru madu nine na ebe Israel nine nọ: 2 Hemat azi nke bu okè-ani di ya: Taia na Zaidon, ọbu ezie na ọnwelu amamife agadaga. 3 Taia lu-azi-li onweya iga, tukọba ọnaọca ka uzuzu, na ọmalica ọna-edo dika ulu di n'iloga. 4 Ne, Dinwenu-ayi geme ka ọghalu inwe ya, Ọgeti ike-ya ife n'orimili nnu; ageji ọku lacapu obodo afu. 5 Aṣkelon gafu ya, tuba egwu; Geza azi, ogegbu ya ajọ ngbu; Ekron azi, makana ifele geme itu-anya-ya: eze gana n'iyi sitena Geza, amebizi na Aṣkelon. 6 Nwa ọyi gebi n'Aṣdod, agamebepu ngala ndi Filistia. 7 Agamewepu ọbala-ya n'ọnu-ya, na ife-alu-ya-ga n'etiti ézé-ya; yanwa azi gabulu Cuku-ayi onye gbọputalunu: ọgadi ka onye-isi na Juda, Ekron di azi ka onye-Jebusait. 8 Agamenyerube ikwu n'unọm okilikili imedide usu ndi agha, ka onye ọbuna ghalu iganu ma-ọbu icighanu: onye nkpagbu ọbuna amesinwozi nime fa ga ọzọ: makana kita ka Mji anyam fu.

9 Golibe agadaga, ngi ada Zaion; kpọba nkpu, ngi ada Jerusalem: ne, Eze-i abiakuna i: Yanwa bu onye ezi omume, nwe azi nzọputa; Ọbu azi onye ume-ani, anyinya ibu nebu Ya, ọbunadu nwa anyinya ibu. 10 Agamebepu azi ugbọ-ani n'Ifraim, na anyinya na Jerusalem, agebepu azi uta agha; Ọgagwa mba-ga okwu ndokwa: ọcici-Ya gabu sitena orimili nnu genye n'orimili nnu, na sitena Orimili genye n'ebe uwa jedebelu. 11 Nginwa azi, maka ifi ọbala àgbà-i esigom n'onunu mili nadirọ zipua ndi-nji-i. 12 Cighatanu n'iga, unu ndi nji ji ncekwube: buraba tata ka Mnegosi na agamenyecigha i nmaji. 13 Makana adọbagolum

Digitized by Google

onwem Juda *dika uta*, ewelugom Ifraim tinye n'uta *dika ufele;* agamakpani umu-i, ngi Zaion, imedide umu-i, ngi Jafan, me azi i dika nmà dike. 14 Agafu Jehofa n'enu fa, ufele-Ya gapu ka àmùmà: Dinwenu-ayi Jehofa gegbu opi, Ogeji oke ifufe adagbe weje. 15 Jehofa nke usu *ndi agha* gezedo fa; fa gelicapu, zọda nkpuma èbè-ga; fa gala azi, kpọtua nkpọtu dika sitena manya: fa gejuputa ka ọkwa, dika nkuku ebe icu aja. 16 Jehofa Cuku-fa gazọputa fa n'ubọsi afu ka ìgwè atulu *bú* ndi-Ya: makana *fa gadi ka* nkpuma-ga nke okpu eze, negbupu n'ani-Ya. 17 Makana nekene ka idi-nma-Ya si buka, nekene ka nmá-Ya si buka! ọka geme ka umu-ikolọbia gbọwa, manya ọfu *eme ka* umu-agbọ *gbọwa.*

10 1 Yọnu n'aka Jehofa mili ozizo n'ọge mili ozizo nke ikpe-azu, *ọbunadu n'aka* Jehofa Onye neme àmùmà-ga; na Ọgenye fa nsansa mili, ebe onye anọna *Ọnye ya* ife akuku n'ani-ugbo. 2 Makana terafim ekwugo ife neloro elo, ndi nafu ndi-mọ afugo okwu asi; fa ezego nlọ asi, fa nakasi na nkiti: nya ka fa ji naba nke fa dika atulu, ebudalu fa, makana ọnwerọ onye nazu atulu. 3 Iwem enwulugo ọku n'aru ndi nazu atulu, agamenye umu nkpi afufu: makana Jehofa nke usu *ndi agha* enetago ìgwè atulu-Ya *bú* unọ Juda, Ọgeme fa ka anyinya-Ya malu nmá n'agha. 4 N'aka Ya ka nkpuma nkuku gesi puta, ntu *gesita azi* n'aka-Ya, uta agha *gesita* n'aka-Ya, ndi nkpagbu nine *gesita* n'aka-Ya n'ofu. 5 Fa gadi ka ndi-dike, nazọda *ndi-ilo-fa* n'ulu nke ilo-ga n'agha; fa gebu agha, makana Jehofa nọnyelu fa: ifele geme ndi anyinya nebu. 6 Agameme ka unọ Juda di ike, agamazọputa azi unọ Josef, me ka fa

cighata, makana emelum fa ebele; fa gadi azi ka agasi na acupurọm fa-li: makana Munwa bu Jehofa Cuku-fa, agamaza azi fa. 7 Ifraim gadi ka dike, obi-fa gañuli dika sitena manya: eye, umu-fa gafu ya, ụnulia; obi-fa gañuli na Jehofa. 8 Agamakpọ fa, kpokọba fa; makana agbaputagom fa: fa gabawanye dika fa si bawanyeli. 9 Agamaghasa azi fa n'etiti ndi *ọzọ-ga;* fa gecetam n'ani te-ga-lu aka: fa na umu-fa gebi, cighata azi. 10 Agameme azi ka fa si n'ani Ijipt cigha, agamesi n'Asiria kpọputa fa; agameme ka fa bia n'ani Gilead na Lebanon; *ọnọdu* amezulu fa. 11 Ọgagafe azi orimili nnu nke nkpa, tie akpoli n'orimili nnu, ebe nine di-ga ogbu nke Nail gata: agewedata ngala Asiria, ọgbanci-eze Ijipt gapu. 12 Agameme ka fa di ike na Jehofa; fa ganakpaghali n'afa-Ya, ka Jehofa kwulu.

11 1 Meghe uzọ-i-ga, ngi Lebanon, ka ọku welacapu sida-i-ga. 2 Ciba ákwá, ngi osisi fia, makana sida adago, makana ndi kacasi nma emebigo: cibanu ákwá, unu *osisi* oak nke Beṣan, makana ugboko di ike adago n'ani. 3 Onu ici-ákwá ndi nazu atulu! makana ife-fa kasi nma emebigo: onu igbọ-uja umu-ikolọbia agaba! makana ngala Jọdan emebigo. 4 Nọnwọ ka Jehofa Cukum kwulu: Zua ìgwè atulu agegbu egbu; 5 ndi ndi nwe fa negbu fa, gunye onwefa na ndi ikpe namarọ; ndi nele fa si, Ngọzi dili Jehofa, makana ebulum ọgalanya: ndi nazu fa emerọlu fa ebele. 6 Makana Mmemenwozili ndi bi n'ani a ebele, ka Jehofa kwulu: ma, ne, Munwa garanye ndi afu ebe onye anọna n'aka madu-ibe-ya, na aka eze-ya: fa getili ani, Mmanaputa fa n'aka-fa. 7 Mwe-ụua ìgwè atulu agegbu egbu, ezie ndi ebudalu

Digitized by Google

ebuda n'etiti ìgwè atulu. Mwecili n'onwem ọkpọsi nabọ; ofu ka mkpọlu Nmá, nke ọzọ ka mkpọlu Ndi nfiekọ; mwezua ìgwè atulu. 8 Mwekpocapu ndi-ọzuzu-atulu itọ afu n'ofu ọnwa; makana ume nkpulu-obim anadoro fa, nkpulu-obi-fa neme-azim izize. 9 Mwesi, Mmazu unu: nke nanwu anwu, ka ọnwuru; nke agekpocapu ekpocapu, ka ekpocapu ya; ka ndi gbọputalunu libe anu ibe-fa n'ofu n'ofu. 10 Mwewelu ọkpọsim *bú* Nmá, kpọwara ya, ka mwemebie àgbàm nke mu na ndi nine n'uwa melu. 11 Owemebie n'ubọsi afu: ndi ebudalu ebuda n'ìgwè atulu ndi nagbanyem wemalu na nka bu okwu Jehofa. 12 Mwesi fa, Ọbuluna ọdi unu nma n'anya, kwuanum ugwọm; ma ọmezi, ghalunu. Fa wesìe ugwọm oru *ibe* ọna-ọca na ili. 13 Jehofa wesim, Wuralu ya ọkpu-ite, ezigbo ọnu fa rulu Munwa. Mwecili oru *ibe* ọna-ọca na ili afu, wuralu fa ọkpu-ite, n'unọ Jehofa. 14 Mkpọwarakwasi ọkpọsim nke ọzọ, *nya bu* Ndi nfiekọ, ka mwemebie nwa-nne Juda na Israel bu.

15 Jehofa wesim, Welukwasi n'onwei ọzọ ife onye nkafie nazu atulu. 16 Makana, ne, Munwa gewenita onye nazu atulu n'ani, nke maneneta ndi fulu efu, nke ọnacọ ndi acusalu acusa, nke ọnazọ nke kpajili akpaji, nke ọnazu nke kwuzu ọtọ, ma ogeli anu nke malu abuba, kpajisie ikpata-ukwufa. 17 Afufu dili onye nazu atulu *bú* onye nelorọ elo nke rapulu ìgwè atulu! nmà gadakwasi n'ọgwe-aka-ya, na anya aka-nni ya: ọgwe-aka-ya gakpọsi nku nca, anya aka-nni ya gagbacita ọcici.

12 1 Ibu *bú* okwu Jehofa ebolu Israel. *Nọnwọ ka* Jehofa kwulu, Nke nagbasa enu-igwe, tọ ntọ-ani uwa, kpua mọ madu nime ya

2 Ne, Munwa geme Jerusalem ka ọbulu iko isọ-ngọngọ n'ebe ndi nine dirubelu ya okilikili nọ, ọgadakwasi azi Juda na nnọcibido Jerusalem. 3 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na agameme ka Jerusalem bulu ndị afu nine nkpuma di alo; ndi ji ya ebo onwefa gadọwa aru-fa agadaga; mba nine nke uwa gagbakọba imedide ya. 4 N'ubọsi afu, ka Jehofa kwulu, agameji obi inọ-mili weti anyinya ọbuna ife, welu ipu-ala tie onye obu: agamasa anyam nekwasi unọ Juda, welu ìsì tie anyinya ndi afu nine. 5 Ndi-isi Juda gekwu n'obi-fa, Ndi bi na Jerusalem bu ikem nime Jehofa nke usu *ndi agha bú* Cuku fa. 6 N'ubọsi afu ka Mgeme ndi-isi Juda dika ife igu ọku n'etiti nku, dika ọku ọwa n'etiti agho ọka; fa galacapu ndi afu nine birubelu okilikili, n'aka-nni na aka-ekpe: Jerusalem gebi-kwasi ọzọ n'ọnọdu-ya, na Jerusalem. 7 Jehofa gebu azi isi zọ ikwu-ga nke Juda, ka eweghalu ime otuto unọ Defid na otuto ndi bi na Jerusalem nuku kalia Juda. 8 N'ubọsi afu ka Jehofa gezedo ndi bi na Jerusalem; onye nasọ ngọngọ n'etiti fa n'ubọsi afu gadi ka Defid; unọ Defid gadi ka Cuku, dika mọ-ozi Jehofa n'iru fa. 9 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na agamacọ ibibi mba nine nabia imedide Jerusalem. 10 Agamerukwasi unọ Defid, na ndi bi na Jerusalem, mọ nke amala na nke ayiyọ; fa genem anya Onye fa malu ube: fa gerulu Ya uru, dika onye nerulu sọ ofu nwa ọmulu uru, obi-fa genu inu maka ya, dika onye obi nenu inu maka nwa izizi ya. 11 N'ubọsi afu nuku iru-uru gadi na Jerusalem, dika iru-uru nke Hedadrimon na mgbulugudu Megidon. 12 Ani geru uru, ebe ezi-na-unọ anọna na nke ya; ezi-na-unọ nke unọ Defid na nke fa, na inyeme-fa na nke fa; ezi-na-

Digitized by Google

unọ nke unọ Netan na nke fa, na inyeme-fa na nke fa; 13 ezi-na-unọ nke unọ Lifai na nke fa, na inyeme-fa na nke fa; ezi-na-unọ nke ndi Ṣimei na nke fa, na inyeme-fa na nke fa; 14 ezi-na-unọ nine gbọputalunu, ebe ezi-na-unọ anọna na nke ya, na inyeme-fa na nke fa.

13 1 N'ubọsi afu agemeghelu unọ Defid na ndi bi na Jerusalem isi-iyi, maka njọ na maka nmelu. 2 Ọgeme azi n'ubọsi afu, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, na agamebepu afa ndi-mọ n'ani, amecetanwozi fa ọzọ: agameme azi ka ndi-amuma na mọ inyi afu si n'ani pua. 3 Ọgeme azi na, mgbe onye ọbuna amanwozina amuma, nna-ya na nne-ya mulu ya gasi ya, Imadi ndu; makana inasi-ga asi n'afa Jehofa: nna-ya na nne-ya mulu ya gamapu ya aru ma ọmaba amuma. 4 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na ndi-amuma ebe onye anọna ọgeme ifele ọfù-ya, ma ọnama amuma; fa ameyizi afe aji anu ilafu nlafu: 5 ma ọgasi, Munwa aburọ amuma, munwa bu onye ọlu ugbo; makana madu gbalumli sitena nwata. 6 Agasi azi ya, Gini bu imelu-aru ndia n'etiti aka-i nabọ? Ọgasi, Fa bu nke emelulum n'unọ ndi fulum n'anya.

7 Teta, ngi nmà, imedide onye-nazu-atulum, na imedide onye-ukpam, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu: tie onye nazu atulu, na agacusasi ìgwè atulu; agamerughali akam n'aru ndi ọbele. 8 Ọgeme azi, n' ani a nine, ka Jehofa kwulu, na uzọ nabọ nime ya ka agebepu fa nwuru; ma nke-itọ gafọdu nime ya. 9 Agameme ka uzọ nke-itọ gafe ọku, nuca fa ka esi anuca ọna-ọca, nwane fa ka anwanelu ọna-edo: fanwa gakpọku afam, Munwa gaza fa: agamasi, Nka bu ndi-nkem; fanwa gasi azi, Jehofa bu Cukum.

Digitized by Google

14 1 Ne, ubọsi Jehofa abiana, mgbe ageji ke ife-nkwali-i n'etiti i. 2 Makana agamekpo-kọba mba nine ibu Jerusalem agha; agewelu obodo, kwakọlia unọ-ga, dọkpulusia umu-nwayi: ọkala obodo ka agadọlu n'agha, ndi fọdulunu ka amanebepu n'obodo. 3 Jehofa gapu azi, buso mba afu-ga agha, dika mbọsi Obulu agha n'ubọsi agha. 4 Ukwu-Ya gakwulu n'ubọsi afu n'enu ugwu Ọlif, nke di n'iru Jerusalem n'iru-anya-anwu, ugwu Ọlif gakpọwara n'etiti nabọ do iru n'ebe anya-anwu si awa na ọdida-anya-anwu, ajọ nuku mgbulugudu *gadi;* ọkala ugwu gakpuruka n'akuku Ugwu, ọkala-ya n'akuku adagbe. 5 Unu gesi na mgbulugudu ugwum gbanaba; makana mgbulugudu ugwu gelu-ga n'Ezel: eye, unu gagbanaba, dika unu si gbanaba n'iru ani nmarube n'ubọsi Ọzaia eze Juda: Jehofa Cukum gabia, ndi di nsọ nine esolu I. 6 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na ìfè amenwuwa enwuwa nke ọnagba ọcici: 7 ma ọgabu ofu mbọsi nke Jehofa malu; ọburọ efifie, nke ọnabu ucici: ma ọgeme, na ìfè gadi n'anyasi. 8 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na mili nenye ndu gesi-ga na Jerusalem ruputa; ọkala nime fa *erusi* n'akuku orimili nnu nke iru-anya-anwu, ọkala nime fa *erusi* n'orimili nnu nke ọdida-anya-anwu: n'udu-mili na ọkọci ka ọgadi. 9 Jehofa gabu eze uwa nine: n'ubọsi afu ka Jehofa gabu ofu, afa-Ya abulu ofu. 10 Agerughali ani nine ka Araba, sitena Giba genye na Rimon akuku adagbe Jerusalem; agebuni ya enu, obili n'ọnọdu-ya, sitena ọnu-uzọ-ilo Benjamin genye n'ebe ọnu-uzọ-ilo izizi, genye n'ọnu-uzọ-ilo nkuku, na sitena unọ enu Hananel genye n'ebe anazọcalu eze manya *fain.* 11 Madu gebi nime ya, iweruka n'usọ *ibibi-*

Digitized by Google

nu amadizi ọzọ; ma Jerusalem gebi n'aru-ofufo. 12 Nka gabu ife Jehofa geti ndi nine busolu Jerusalem agha: fa gatacasi aru ebe fa kwufu ọtọ, anya-fa gadasi ugbò, ile-fa gatacasi n'ọnu-fa. 13 Ọgeme azi n'ubọsi afu, na nuku ikpọ-aghala gesi n'aka Jehofa bia n'etiti fa; ebe onye anọna ojide madu-ibe-ya n'aka, ageweni aka-ya imedide aka madu-ibe-ya. 14 Juda gebu azi agha na Jerusalem; agekpokọba àkù mba nine birubelu okilikili, ọna-edo, na ọna-ọca, na afe, n'agadaga uba. 15 Nọfu ka iti anyinya, na miul, na kamel, na anyinya-ibu, na anumanu nine nke gadi n'ebe enyelu ikwu afu, ife gadi, etu iti-ife a *si di.* 16 Ọgeme azi, na onye ọbuna fọdulunu na mba nine rọgotalu imedide Jerusalem ganarọgo kwa arọ isekpulu Eze, *bú* Jehofa nke usu *ndi agha*, na idebe olili ikwu-ga. 17 Ọgeme azi, na onye ọbuna n'etiti ezi-na-unọ nine nke uwa narọgorọ Jerusalem isekpulu Eze, *bú* Jehofa nke usu *ndi agha*, mili ọbuna amezowusa fa. 18 Ọbuluna ezi-na-unọ Ijipt arọgorọ, nke fa nabia, fa amenwe *mili;* iti-ife afu gadi, nke Jehofa geji ti mba-ga nke narọgorọ idebe olili ikwu-ga. 19 Nka gabu njọ Ijipt, na njọ mba nine narọgorọ idebe olili ikwu-ga. 20 N'ubọsi afu ka ọgadi na mgbiligba anyi-nya-ga, EDOLU NSỌ NYE JEHOFA; ite di-ga n'unọ Jehofa gadi ka ọkwa di-ga n'iru ebe icu aja. 21 Eye, ite nine di na Jerusalem na Juda gabu ife edolu Jehofa nke usu *ndi agha* nsọ: ndi nine nacu aja gabia welu *ọnwọ* nime fa, sie ife nime fa: n'ubọsi afu onye Kenean ọbuna amadinwozi ọzọ n'unọ Jehofa nke usu *ndi agha.*

Digitized by Google

MALAKAI.

1 1 Ibu *bú* okwu Jehofa ebolu Israel sitena aka Malakai.

2 Afugom unu n'anya, ka Jehofa kwulu. Ma unu si, Na gini ka Ifulu ayi n'anya? Isọ aburọ nwa-nne Jekob ka? ka Jehofa kwulu: ma afulum Jekob n'anya; 3 ma Isọ ka Mkpọlu asi, me ka ugwu-ya-ga bulu nkpọnkpọ ugwu, welu ùkwù-ya nye nkita ọfia. 4 Ebe Idom si, Etiligo ayi, ma ayi gecigha luzia ebe tọgbọ-ga-lu nkiti; nọnwọ ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, Fanwa galuzi, ma Munwa gakwatu: agakpọ azi fa Okè-ani ife ọjọ, na Ndi Jehofa newewusa iwe ebe-ebe. 5 Anya-unu gafu, ununwa gasi azi, Jehofa di nuku sitena ufesi okè-ani Israel.

6 Nwa nasọpulu nna-ya, odibo nasọpulu dinwenu-ya: ọbulu azi na Munwa bu nna, kedu nsọpulum? ọbulu azi na Munwa bu dinwenu, kedu egwum? ka Jehofa nke usu *ndi agha* gwalu unu, unu ndi ncu-aja, ndi neneni afam. Unu si, Na gini ka ayi nenili afa-I? 7 Unu nece acica lulu alu n'ebe-icu-ajam. Unu nasi, Na gini ka ayi metọlu I? *Ọbu* n'ikwu, si, Tebel nke Jehofa bu ife nneni. 8 Unu buta ife kpulu ìsì iji wecu aja, ọburọ ajọ ife! ma unu buta ife gwọlu ngwulọ na ife naya ọya, ọburọ ajọ ife! Biko ce ya n'iru onye-isi-i; ife-i gasọ ya? ma-ọbu ọgafu i iru-ọma? ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 9 Kita, bikonu, yọbanu iru-ọma Cuku, ka Ọwemualu ayi amala: nka sitelu n'aka-unu: Ọgafu onye ọbuna

Digitized by Google

nime unu iru-ọma ? ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 10 Buluzidu na ọnwelu ofu onye nime unu gemeci uzọ-ga, ka unu ghalu ifunwu *ọkụ n'enu* ebe-icu-ajam na nkiti ! Ife-unu asọrọm, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, nke Mnanalu àjà nni n'aka-unu. 11 Makana sitena ọwuwa anya-anwu genye n'ọdida-ya afam di nuku n'etiti mba-ga ; n'ebe ọbuna ka anesulelu afam ife ísì usọ, na àjà nni : makana afam di nuku n'etiti mba-ga, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 12 Ma ununwa metọlu ya, n'isi, Emebigo tebel nke Jehofa, na nkpulu-ya, *bú* nni-Ya, bu ife nneni. 13 Unu si azi, Ne, ifugodu ike-ọgwugwu di nwọ ! unu wesue ya imi, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu ; unu webuta nke analu n'ike, na ife gwọlu ngwulọ, na nke naya ọya ; nọnwọ ka unu si ebuta àjà nni : ife di nọnwọ gasọm usọ n'aka-unu ka ? ka Jehofa kwulu. 14 Ma ibu-ọnu nadili onye aghughọ, nke nwelu ebunu n'ìgwè atulu ya, kwe nkwa di nsọ, welu ife ọlusi cunyelu Dinwenu-ayi aja : makana Munwa bu nuku eze, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, afam di egwu n'etiti mba-ga.

2 1 Kita, unu ndi ncu-aja, ife nka etili n'iwu dili unu. 2 Ọbuluna unu amanu, ọbulu azi na unu amacighali ya n'obi, iji nye afam otuto, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, agamezitalu unu ibu-ọnu, bu ngọzi-unu ọnu ; eye, abugom fa ọnu abu, makana unu acighaliro ya n'obi. 3 Ne, agamabalu nkpulu afu nba maka ifi unu, fe unu nsi anu n'iru-ga, bu nsi anu nke olili-unu-ga ; agewepu unu na ya. 4 Unu gama azi na Mu zitalu unu ife a etili n'iwu, ka àgbàm wedinyelu Lifai, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu.

5 Àgbàm dinyelu ya nke *neweta* ndu na ndokwa; enyelum fa ya ka egwu wetuba ya, ọwetualum egwu, obi mebie yanwa n'afam. 6 Iwu ezi-okwu di n'ọnu-ya, afurọ ajọ omume ọbuna n'egbugbele-ọnu-ya: osom eje na ndokwa na ikwu-ekelesu, weme ka imelime si n'ajọ omume cighata. 7 Makana egbugbele-ọnu onye ncu aja gedebe ife ọmuma, fa ganacọ iwu n'ọnu-ya: makana yanwa bu ukọ Jehofa nke usu *ndi agha*. 8 Ma ununwa rapulu uzọ puruka; unu emego ka imelime sọ ngọngọ n'iwu; unu emebigo àgbà Lifai, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 9 Nyabu na Munwa azi emego unu ife nneni na ife di ani n'iru ndi *Israel* nine, ka unu nesirọ debe uzọm, ma nasọ anya madu n'iwu.

10 Ọburọ ofu nna ka ayi nine nwelu ka? ọburọ ofu Cuku kelu ayi ka? maka gini ka ayi ji aghọgbu ebe onye anọna ọnaghọgbu nwa-nne-ya, nemetọsi àgbà nna-ayi-fà? 11 Juda ghọgbulu aghọgbu, alu melu n'Israel na Jerusalem; makana Juda emetọgo idi-nsọ Jehofa nke Ọfulu n'anya, nua ada cuku ani madu. 12 Jehofa gebepulu onye melu ife a onye neteta eteta na onye naza aza, n'ikwu Jekob-ga, na onye nece àjà nni n'iru Jehofa nke usu *ndi agha*. 13 Nka azi ka unu neme nke ugbolo nabọ: unu welu anya-mili, na ákwá, na ize-ume, nekpucita ebe icu aja nke Jehofa, nyabu na Ododo iru n'àjà nni ọzọ, nke Oneji obi usọ analu ya n'aka-unu. 14 Ma unu si, Gini melu? Makana Jehofa abulugo onye ama n'etiti ngi na nwunye inutalu n'okolọbia, onye nginwa ghọgbulu, ọbu ezie na ngi na yanwa bu ofu, ọbulu nwunye àgbà-i. 15 Ọfu onye emerọ nọfu, ọbu ezie na ọnwelu mọ gboputalunu ka?

Digitized by Google

Gini melu ofu onye *ji me nọnwọ?* Ọnacọ nkpulu nke Cuku. Nyabu debenu mọ *di nime* unu, ka nwoke ghalu ighọgbu nwunye ọnutalu n'okolọbia. 16 Makana Jehofa, Cuku nke Israel, si, na Ya nakpọ ncupu asì, ya na onye ji ife-ike wekpucita afe-ya, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu : nyabu debenu mọ di nime unu, ka unu ghalu ighọgbunu.

17 Unu ji okwu-unu eme ka ike gwu Jehofa. Ma unu si, Na gini ka ayi melu ka ike gwu Ya ? N'isi, Onye neme ajọ ife di nma n'anya Jehofa, ife-fa nasọ azi Yanwa; ma-ọbu kezi Cuku ikpe ? 3 1 Ne, eziem onye-ozim, ogedozi uzọ n'irum : Dinwenu-ayi, nke ununwa nacọ, gabia na ntumade n'unọ nsọ Ya; bu Onye ozi nke àgbà, Onye ife-Ya nasọ ununwa, ne, Ọbiana, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 2 Ma onye ganado ubọsi ọbibia-Ya ? onyezi gakwudo ma Ọme ka afu Ya ? makana Yanwa di ka ọku nke onye nanuca ife, na ncà ndi nasuca ákwà: 3 Oganọ azi ka onye nanuca nakpọca ọna-ọca, Ogawuca umụ-ndikom Lifai, nuca fa dika ọna-edo na ọna-ọca ; fa gebutalu Jehofa àjà nni n'ezi omume. 4 Mgbe afu ka àjà nni Juda na Jerusalem gasọ Jehofa usọ, dika ubọsi gbo, di azi ka n'arọ gbo gboli. 5 Agamakpudebe unu nso ikpe ikpe ; agamabu onye ama di ngwa medide ndi neme anwansi, na ndi nayi ọyi, na ndi nanu iyi asi; na ndi nemegbu onye ọlu ugwọ n'ugwọ-ya, *nemegbu* ajadu, na onye nenwero nna, na ndi nanara onye-ọbia *n'ife lulu ya*, ndi nadatulum egwu, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 6 Makana Munwa Jehofa adagha agha ; nya kpatalu na ekpocapurọ ununwa, unu umu Jekob.

7 Siteli n'ubọsi nna-unu-fà ka unu ji si n'ukpu-

Digitized by Google

lum puruka, ghalu idebe fa. Cighakutẹnum, na agamecighakute unu, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. Ma unu si, Na gini ka ayi gecighata? 8 Madu gapulu Cuku ife ka? ma ununwa napulum ife. Ma unu si, Na gini ka ayi pulu I ife? N'ofu uzọ n'uzọ ili na àjà nbuni. 9 Eji ibu-ọnu webu ununwa; makana ununwa napulum ife, *ọbụnadu* mba nine a. 10 Butanu ofu uzọ n'uzọ ili nine n'unọ àkù, ka ife olili wedi n'unọm, biko, nwanum na nka, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, ma Mmemeghepulu unu windo di-ga n'enu-igwe, ruwusa unu ngọzi, nke unu mananado. 11 Agamabalu onye nelicapu elicapu nba maka ifi unu, na omemebi nkpulu ani-unu; nke fain-unu nafiọsisi nkpulu n'ugbo, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu. 12 Mba nine gakpọ unu ndi aṅuli: makana ununwa gabu ani usọ, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu.

13 Okwu-unu adigo alo medidem, ka Jehofa kwulu. Ma unu si, Gini ka ayi kwulu medide I? 14 Unu si, Ọbu ife nkiti ifè Cuku: kezi elele ọbalu ayi na ayi edebego ife Otinyelu n'aka-ayi idebenu, na ayi ji ákwà uju naga n'iru Jehofa nke usu *ndi agha?* 15 Kita ayinwa nakpọ ndi ngala ndi aṅuli; eye, anedoni ndi neme ife ọjọ; eye, fa nanwa Cuku, pua ya. 16 Mgbe afu ka ndi natulu Jehofa egwu nagwalita onwefa okwu: Jehofa wege nti, nulu, anede akwukwọ nceta n'iru Ya, maka ndi natulu Jehofa egwu, ndi nacigha azi afa-Ya n'obi-fa. 17 Fa gabu ndi nkem, ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu, n'ubọsi Mneme, *bú* àkù aka-mkpam; agamemelu fa ebele, dika madu si emelu nwa-nwoke nke ya nefe ya ebele. 18 Unu gecigha azi fu ife di ice n'etiti onye ezi

Digitized by Google

omume na onye ọjọ, n'etiti onye nefe Cuku na
4 onye nadefe Ya. 1 Makana, ne, ubọsi afu abi-
ana, ọnele ka obo ọku; ndi ngala nine, na ndi
nine neme ife ọjọ, gabu okpolo ọka: ubọsi afu bia-
nanu gelecapu fa, ka Jehofa nke usu *ndi agha*
kwulu, nyabu na ọmarapulu fa nkpọlọgwugwu nke
ọnarapulu fa ngadaba. 2 Ma anya-anwu ezi omu-
me gawalu unu ndi natulu afam egwu Ya na ọzuzọ
di na ṅkù-Ya; unu gapu, nawu ikpọtọ ka umu efi
azulu azu. 3 Unu gazọtu ndi ọjọ; makana fa gabu
ntu ọku n'okpulu ọbu-ukwu-unu n'ubọsi Mneme,
ka Jehofa nke usu *ndi agha* kwulu.

4 Cetanu iwu Moses odibom, nke Mtili ya na
Horeb ka ọdili Israel nine, *bú* ukpulu na ikpe-ga.
5 Ne, Munwa gezitalu unu Elaija amuma tupu
nuku ubọsi Jehofa di egwu abia. 6 Ọgeme ka
obi ndi bu nna cighata n'umu-fa, na obi umu na
nna-fa; maka Mu abia welu iweruka n'usọ *maka*
nbibi wetie uwa.

Digitized by Google

RICHARD CLAY & SONS, LIMITED,
BREAD STREET HILL, E.C., AND
BUNGAY, SUFFOLK.

Digitized by Google

Digitized by Google

Digitized by Google


Digitized by Google

Digitized by Google